

NDEZU
ỤTỌASỤSỤ
IGBO
NDEZU ỤTỌASỤSỤ IGBO
Chinedum E. Olomata

E degharịala ma bipụtakwa akwụkwo Ndezu Ụtọasụsụ Igbo Nke Ndị Siniọ Sekọndịrị n'ụzọ di ọhụrụ na kwa n'ụzọ kacha mma.

Ndeghari ya gbadoro ọkpa n'usoro nkuzi na ọmụmụ nke Universal Basic Education (UBE).
N'ezie, ahịa ọma na-ere onwe ya maka na ugo gbuzuo ọ chakee.

ISBN: 978-33766-9-1

# NDEZU ỤTỌASỤSỤ IGBO

**CHINEDUM .E. OFOMATA**

**FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD**
***(Publishers of Ideal Textbooks)***
**84 Obiagu Road**
**P. 0. Box 729**
**Enugu. Enugu State, Nigeria**
**Phone: 08033393296**
**E-mail: formatpublishers30@gmail.com**

*Published by:*
**FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD**
***(Publishers of Ideal textbooks)***
**84 Obiagu Road**
**P.O Box 729**
**Enugu, Enugu State, Nigeria**
**Phone: 08033393296**

**© Chinedum E. Ofomata**

**Mbipụta ọhụrụ 2007**
**Ndeghari̩ na mbighari̩ ọhụrụ 2010**
**Ndeghari̩ na mbighari̩ ọhụrụ 2013**
**Ndeghari̩ na mbighari̩ ọhụrụ 2018**
**Ndeghari̩ na mbighari̩ ọhụrụ 2019**

**ISBN: 978 – 33766 – 9 – 1**

**Ọ nweghị Onye, Ndị maọbụ Ụlọọrụ ọbụla nwere ike ịkọpịrị n'ụdị n'ụdị ọbụla maọbụ bipụta ihe ọbụla dị n'ime akwụkwọ a na-ebughị ụzọ nata ndị bipụtara ya (FORMAT PUBLISHERS (NIG) LTD) ikike zuru oke.**

## NDỊNAYA

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ** **IHUAKWỤKWỌ**


Okwu Mmalite - - - - - - 17
Akwụkwọ Ndị Odee A Derela - - - - 20
Ekele - - - - - - - 29
Maka Akwụkwọ A - - - - - - 31
Nụrụ Nke A - - - - - - 33

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE MBỤ** - - - 35
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 35
Mkpụrụedemede Abịdịị Igbo (Mmalite Ya,
Ụdị Ya Na Odide Ya) - - - - - 35

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Abụọ**- - - - - 39
Ụdaume (Vowels) - - - - - - 39

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Atọ** - - - - - 42
Òtù Ụdaume - - - - - - 42

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Anọ** - - - - - 44
Ọdịdị Ụdaume E Nwere - - - - - 44

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Ise** - - - - - 46
Ndakọrịta Ụdaume - - - - - 46

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Isii** - - - - 49
Mkpụrụedemede Mgbochiume (Consonants) - - 49

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ABỤỌ**


**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ - - - - - 52**
Ụdamkpị (Diphthong) - - - - - 52

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Abụọ- - - - - 55**
Ụdange (Monophthong) - - - - - 55


**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ATỌ**


**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ - - - - - 57**
Ndagba Myiriụdaume - - - - - 57


**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ANỌ**


**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ - - - - - 62**
Olilo Ụdaume - - - - - - 62
Ụdịrị Olilo Ụdaume E Nwere - - - - 64
Olilo Mmakọ (Coalescent Assimilation - - - 64
Olilo Mmakọ N'Ahịrịokwu- - - - 65
Olilo Azụ (Regressive Assimilation) - - - 67
Olilo Ihu (Progessive Assimilation) - - - 68
Olilo Nlocha (Complete Assimilation) - - - 70
Olilo Ndapụta (Conditional Assimilation) - - 71


**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ISE**


**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ - - - - - 74**
Ndapụ Ụdaume (Vowels Elision) - - - - 74

**Isi ihe Ọmụmụ Nke Abụọ - - - - - 77**
Ndapụ Mgbochiume (Consonant Elision)- - - 77

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ISII**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - - 79
Nsinangwaa (Verbal Derivatives) - - - - - 79
Omekangwaa (Participle) - - - - - - 79
Mfinitiivu (Infinitive) - - - - - - 81
Jerọndụ (Gerund) - - - - - - 83
Omee (Noun Agent) - - - - - - - 86
Mmee (Noun Instrument) - - - - - - 88

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ASAA** - - - 92
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - - 92
Mgbakwụnye (Affixes) - - - - - - 92
Mganiihu (Prefix) - - - - - - - 92
Nnọneetiti (Inflectional Suffix) - - - - - 94
Nsonaazụ Ngbanwe - - - - - - - 97
Nsonaazụ Mgbatị (Extensional Suffix) - - - 98
Nsọkwunye (Enclitic) - - - - - - 98

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ASATỌ**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - - 103
Amụmamụ Ụdaasụsụ/Fonetiikisi (Phonetics) - - 103

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Abụọ**- - - - - - 104
Mmewe Ụda Okwu - - - - - - - 104

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ITOOLU**- - - - 108
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - - 108
Ọdịdị Ụdaasụsụ (Fonọlọji) – Phonology - - - 108

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Abụọ**- - - - - - 109
Mkpụrụụdaasụsụ (Fọnịm) -Phoneme - - - 109

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Atọ - - - - - 112**
Nkeụdị Mkpụrụụdaasụsụ - Classification of Phoneme
Mkpụrụụdaasụsụ Ụdanke (Segmental Phoneme)- - 112
Mkpụrụụdaasụsụ Ụda Nsokwasinke
(Suprasegmental Phoneme)- - - - - 114

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Anọ - - - - - 116**
Ndịiche Dị N'Etiti Mkpụrụedemede Na
Mkpụrụụdaasụsụ - - - - - - 116

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Ise - - - - - 117**
Mkpụrụasụsụ (Mọfịm) – Morpheme - - - 117
Ndịiche Dị N'etiti Mkpụrụasụsụ Na Mkpurụụdaasụsụ - 119
Mkpụrụedemede Ndị Nwere Ike Ịbụ Mkpụrụasụsụ
Maọbụ Mkpụrụokwu - - - - - 119

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Isii - - - - - 121**
Ụdị Mkpụrụasụsụ (Mọfịm) E Nwere - - - 121
Mkpurụasụsụ Ndabe/Ntado (Bound Morpheme)- - 121
Nkpụrụasụsụ Nnọrọonwe (Free Morpheme) - - 123

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRI**

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ - - - - - 125**
Mmebe Okwu (Word Formation) - - - - 125
Mkpụrụokwu (Word) - - - - - 125

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Abụọ- - - - - 129**
Ndịiche Dị N'Etiti Mkpụrụokwu Na
Mkpụrụụdaasụsụ - - - - - 129

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Atọ - - - - - 130**
Nkebiokwu/Usorookwu (Phrase) - - - - 130

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Anọ - - - - - 131**
Ụdịrị Nkebiokwu Dị Iche Iche - - - - 131
Mkebiokwu Keaha (Noun Phrase) - - - - 132
Nkebiokwu Kenkọwa (Adjectival Phrase) - - 132
Nkebiokwu Kenkwuwa (Adverbial Phrase) - - 133
Nkebiokwu Kenrụaka (Demostrative Phrase) - - 133

**NKEBIAHỊRỊOKWU (CLAUSE) - - - 134**
Nkebiahịrịokwu Dị Iche Iche - - - - 135
Nkebiahịrị Keaha - - - - - 135
Nkebiahịrị Kennkọwa - - - - - 136

**AHỊRỊOKWU (SENTENCE) - - - - 138**
Ụdịrị Ahịrịokwu E Nwere - - - - 138
Ahịrịokwu Mfe (Ahịrịmfe) – (Simple Sentence) - - 139
Ahịrịokwu Nha (Ahịrịnha) - - - - - 141
Ahịrịokwu Ukwu (Ahịrịukwu) – (Compound Sentence)- 142
Ahịrịokwu Nhaukwu (Compound-Complex Sentence)- 143
Ahịrịnkwusa (Declarative Sentence) - - - 143
Ahịrịajụjụ (Interrogative Sentence) - - - 144
Ahịrịmkpu (Exclamatory Sentence) - - - 146
Ahịrịnchọ (Optative Sentence) - - - - 147
Ahịrịntimiwu (Imeperative Sentence) - - - 148

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAOTU**

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 150
Olundị (Olumba) – (Dialect) - - - - 150
Igbo Izugbe (Standard Dialect) - - - - 152
Oluundị/Olumba Na Igbo Izugbe - - - - 154
Olu Ngwa (Ngwa Dialect) - - - - - 154
Nkọwapụta Olu Ngwa Ahụ E Depụtara N'Igbo Izugbe - 156
Olu Nsụka (Nsuka Dialect) - - - - - 158
Nkọwapụta Olu Nsụka Ahụ E Depụtara N'Igbo Izugbe - 159
Olu Orumba (Orumba Dialect) - - - - 160
Nkọwapụta Olu Orumba Ahụ E Depụtara N'Igbo Izugbe- 161
Olu Ndọkị (Ndoki Dialect) - - - - - 162
Nkọwapụta Olu Ndọkị Ahụ E Depụtara N'Igbo Izugbe - 163
Olu Afikpo (Afikpo Dialect) - - - - 164
Nkọwapụta Olu Afikpo hụ E Depụtara N'Igbo Izugbe - 165
Olu Abakeleke (Abakeleke Dialect) - - - 166
Nkọwapụta Olu Abekeleke Ahụ E Depụtara
N'Igbo Izugbe - - - - - - - 167
Olu Owere (Owere Dialect)- - - - - 167
Nkọwapụta Olu Owere Ahụ E Depụtara N'Igbo Izugbe - 169

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAABỤỌ**

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 171
Ọgan Okwu (Organs of Speech) - - - - 172

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAATỌ**

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 176
Ebe Mkpọpụta Ụda Okwu (Place of Articulation) - 176
Ọgan Okwu - - - - - - - 176

**Isi Ihe Ọmụmu Nke Abụọ- - - - - 179**
Mkpọpụta Ụdaume - - - - - - 179
Ihe Osise Banyere Mkpọpụta Ụdaume - - - 179

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Atọ - - - - - 187**
Mkpọpụta Mgbochiume - - - - - 187
Ihe Osise Banyere Mkpọputa Mgbochiume - - 188

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Anọ - - - - - 192**
Mkpọputa Okwu - - - - - - 192
Mkpọpụta Keegbugbere Ọnụ Abụọ - - - 193
Mkpọpụta Keeko - - - - - - 195
Mkpọpụta Kegbugbere Na Eze - - - - 196
Mkpọpụta Keakpo Ihu - - - - - 197
Mkpọpụta Kemkpọnamkpo Ime - - - - 208
Mkpọpụta Keanyụrụ- - - - - - 209
Mkpọpụta Keakpo Na Anyụrụ - - - - 200
Mkpọpụta Keegbugbere Na Akpo - - - - 201

**ỤDỊRỊ ỤDAMKPỤRỤEDEMEDE MGBOCHIUME**
Ụdachịị - - - - - - - 202
Ụdaimi - - - - - - - 202
Ụdalịị - - - - - - - - 202
Ụdayịị- - - - - - - - 202
Ụdashịị - - - - - - - 203
Ụdarịị - - - - - - - - 203

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAANỌ**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ - - - - - 206**
Nkwe Na Njụ - - - - - - 206

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Abụọ**- - - - - 208
Nkejiokwu - - - - - - - 208

**NKUZI UTỌASỤSỤ NKE IRINAISE**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 213
Atụmatụ Okwu (Figure of Speech) - - - 213
Myiri (Simile) - - - - - - 215
Mbụrụ (Metaphor) - - - - - - 216
Mmemmadụ (Personification) - - - - 217
Ọgharaokwu (Irony) - - - - - 218
Nkwusara (Apostrophe) - - - - - 220
Nsinụụda/Ụdaụda (Onomatopeia) - - - - 221
Ntakwu (Soliloquy) - - - - - 222
Ajụjụ Nzaraonye (Rhetorical Question) - - - 224
Bịambịamgbochi (Alliteration) - - - - 227
Igbuduokwu (Paradox) - - - - - 228
Ahaọnọchi (Metonymy) - - - - - 233
Orurughaokwu Climax - - - - - 235
Nhagideokwu (Antithesis) - - - - - 236
Mgbudaokwu/ Mwetuokwu (Anticlimax)- - - 237
Egbeokwu (Hyperbole) - - - - - 237
Akpụokwu (Epigram) - - - - - 240
Nkwuma (Euphemism) - - - - - 241
Okwunkwutu (Litotes) - - - - - 243

**ILU (PROVERB)** - - - - - - - 243
Nsirinweta Ilu (Proverb Derivation) - - - 243
Nkọwa Ilu - - - - - - - 245
Ilu Ụfọdụ Na Nkọwa Ha - - - - - 248

Ịtụ Ilu - - - - - - - - 255

**AKPAALAOKWU (IDIOM)** - - - - 259
Nkọwa Akpaalaokwu - - - - - 260

**ỤKABỤILU (PARABLE)** - - - - 267
Ụfọdụ Ụkabụilu Na Nkọwa Ha - - - - 268

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Abụọ-** - - - - 274
Ndịiche Dị N'Etiti Ilu Na Akpalaokwu - - - 274

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Atọ** - - - - - 276
Myiri Dị N'Etiti Ilu Na Akpaalaokwu - - - 276

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Anọ** - - - - - 278
Ndịiche Dị N'Etiti Ilu Na Ụkabụilu - - - 278

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Ise** - - - - - 280
Myiri Dị N'Etiti Ilu Na Ụkabụilu - - - 280

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Isii** - - - - - 282
Asiniilu (Wellerisms) - - - - - 282

Is**i Ihe Ọmụmụ Nke Asaa** - - - - - 286
Ndịiche Dị N'Etiti Ilu Na Asịniilu - - - - 286

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Asatọ** - - - - 288
Myiri Dị N'Etiti Ilu Na Asịniilu - - - - 288

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAISII**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 295
Agwụgwa (Gwa m Gwa M Gwa M) - - - 295

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAASAA**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 301
Okwuntụhị (Okwumgbawaọnụ/Okwuntabiire) - - 301

**NKUZI UTỌASỤSỤ NKE IRINAASATỌ**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 305
Ụdaolu (Tone) - - - - - - - 305
Akaraụdaolu (Tone Mark) - - - - - 306
Mkpụrụedemede Ndị Na-Ebu Akara Ụdaolu
N'Asụsụ Igbo - - - - - - - 307

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Abụọ**- - - - - 312
Ụdachi Na Ụdausoro - - - - - 312
Ụdachi - - - - - - - - 312
Ụdausoro - - - - - - - - 312

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAITOOLU**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 315
Ịtụ Okwe - - - - - - - - 315

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Abụọ**- - - - - 319
Ịzụ Nchọrọkọtọ - - - - - - - 319

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 323

Edemede (Essay) - - - - - - 323
Edemede Akọmakọ (Narrative Essay) - - - 326
Edemede Nkọwa (Descriptive Essay) - - - 329
Edemede Arụmụka (Arguementative Essay) - - 333
Edemede Nkọwami (Expository Essay) - - 338
Edemede Mkparịtaụka (Dialogue) - - - - 342
Edemede Nrụrịtaụka (Debate) - - - - 346
Odide Leta (Letter Writing) - - - - 353
Ụdịrị Leta E Nwere - - - - - - 354
Leta Keụdị (Formal Letter) - - - - - 355
Adreesị Leta Keụdị Nwere Akaraedemede - - 356
Otu O Kwesịrị Ịdị - - - - - - 356
Leta Maka Achọmọrụ - - - - - 357
Leta Kempụnụụdị (Informal Letter) - - - 360
Otu Adreesị Leta Kempụnụụdị Na-Ebughị
Akaraedemede Ọbụla Na-Adị - - - 362

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA OTU**

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - 369
Aghọtaazaa - - - - - - 369
Ederede (Passage) - - - - - - 370
Abụ - - - - - - 373
Onye Ụwa Ahụhụ - - - - - - 373

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ABỤỌ**

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - 382
Ntụgharị (Translation) - - - - - 382

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ATỌ**

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 389
Nnyocha Abụ - - - - - - 389
**'1983'** - - - - - - - - 389

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Abụọ** - - - - - 397
Nnyocha Akwụkwọ Agụmagụ - - - - 397
'Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam' - - - - 397

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ANỌ**

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 414
Agụmagụ Ọdịnaala - - - - - - 414

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ISE**

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 418
Njirimara Ndị Igbo - - - - - - 418
Asụsụ - - - - - - - - 418
Ekele - - - - - - - - 419
Nri - - - - - - - - 420
Nri Ndị Igbo Na Ka E Si Eri Ha - - - - 421
Omume (Àgwà) - - - - - 423
Omenaala - - - - - - 424
Ọrụaka - - - - - - - 425
Ọrụaka Ndị Igbo Na Nkọwa Ha - - - - 456

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ISII**

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 435
Ahụike Ndị Ntorobịa - - - - - 435

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ASAA**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ - - - - - 440**
Ikpochapụ Ụbịam Na Agụụ - - - - 440

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ASATỌ**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ - - - - - 444**
Otu Nzuzo - - - - - - - 444

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Abụọ- - - - - 449**
Dibịa Ọdịnaala - - - - - - 449

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Atọ - - - - - 451**
Ndịiche Dị N'Etiti Dibịa Ọdịnaala Na Dibịa Bekee - 451

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Anọ - - - - - 453**
Ụdịrị Dibịa Ọdịnaala Dị Iche Iche E Nwere - - 453

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Ise - - - - - 457**
Uru Ndị Dibịa Bara - - - - - - 457

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Isii - - - - - 463**
Ọghọm Dị N'Ọrụ Ndị Dibịa Na-Arụ - - - 463
**NKUZI UTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ITOOLU**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ - - - - - 469**
Agwa Ọma Na Agwa Ọjọọ Na Ndụ Ndị Igbo - - 469

**NKUZI UTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ - - - - - 479**
Akụnaụba - - - - - - - 479
**NKUZI UTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ NA OTU**

**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 484
Nlekọta Gburugburu- - - - - - 484

**NKUZI UTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ NA ABỤỌ**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 488
Nzikọrịtaozi Keteknọlọjị - - - - - 488
Uru Nzikọrịtaozi Keteknọlọjị - - - - 491
Ọghọm Nzikọrịtaozi Keteknọlọjị - - - - 493
Nzikọrịtaozi Na Webụsaịtị Igbo N'ịtaneetị - - 495

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ NA ATỌ**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 500
Echiche Ndị Igbo Banyere Ụwa - - - - 500

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ NA ANỌ**
**Isi Ihe Ọmụmụ Nke Mbụ** - - - - - 507
Agụmakwụkwọ Dịka Ihe Na-Emeghe Ụzọ Agamniihu - 507

**OKWU MMALITE**

Ọ na-abụ a chọwa ijide oke ehi, a chọwa oke mmadụ maka na onye m na-achụ ehi were na-akpọku, ama m na ọ bụrụ na o jighị ọgbịrị ehi, o jide ọgwụ ya. Ihe anya hụrụ ama ya anaghịzị agba maka na ọ bụrụ na dibịa rijuo afọ, ọ gaa n'ajọ ọhịa ga bụta mgbọrọgwụ. N'ihi na ọ na-abụ e jide ibe ji n'aka e were kọwa akụkọ maka ụganị.

Ọ kwa ndị Igbo kwuru okwu were sị na ọ na-abụ azụ kaa isi ọ laa n'oshimiri ga biri maka na ọ bụ isi zuru okpiri na-ebu okpiri. N'ihi na nnụnụ isi akaghị aka anaghị eje akwa ọtụrụkpọkpọ. N'ezie, nnụnụ tụọ nkwe a mara n'osisi ọ ga-ebe, maka na onye tikarịa aka n'obi, o gosi ndị mmụo ebe ndụ ya dị.

Akwụkwọ a bụ **NDEZU ỤTỌASỤSỤ IGBO** bụ nke e dere maka **Ndị Siniọ Sekọndịrị, Kọleji Keedukeshọn, Ụlọakwụkwọ Dị Elu, Mahadum dgz na kwa ndị na-elele ule UTME na JAMB.** Ugo ahụ a na-atụ anya ya kemgbe eberela n'elu ọjị. A naghị ajụ afere na nkwuchi maka na ọ na-abụ ekwe kụọ, ama agbaa. N'ihi na ọ bụ nnukwu mmiri na-ebute nnukwu azụ. Akwụkwọ a bụ ọkpọkọpị akwụkwọ a kwọrọ aka ma pịkwaa aka apị were depụta ihe ọmụmụ zuru oke banyere **ỤTỌASỤSỤ IGBO** maka ụmụakwụkwọ ndị nọ na **Siniọ Sekọndịrị, Kọleji, Koleji Keedukeshọn, Ụlọakwụkwọ Dị Elu, Politekniki, Mahadum na ụmụakwụkwọ ndị na-elele ule UTME na JAMB.**

N'ezie, o nweghịbeghị ọtụtụ akwụkwọ zuru oke e ji amụ maọbụ were na-akụzi ỤTỌASỤSỤ IGBO n'ụlọ akwụkwọ anyị

ga. Ọnọdụ dị otu a na-enye ma ndịnkuzi, ma ụmụakwụkwọ nnukwu nhịahụ n'ihe banyere ọmụmụ asụsụ Igbo. Mana ugbua, ihe ahụ di woro ogoro azụọla n'ahịa.

Ihe ahụ a na-achọ n'uko elu adịla n'uko ala ugbua. E dere akwụkwọ n'ụzọ pụrụ iche. N'ezie, ọ bụ onye nna ya dunyere ohi na-eji ọkpa agbọwa ọnụụzọ. Ọ nweghịkwa ihe ọmụmụ ọbụla banyere ỤTỌASỤSỤ IGBO a na-achọ achọ n'akwụkwọ a. Ihe nwataakwụkwọ ọbụla kwesịrị ịma maka ụtọasụsụ Igbo na Siniọ Sekọndịrị,UTME, JAMB dg, tupu ọ baa n'ule, dị n'ime akwụkwọ a. Nke kacha nke bụ na ọtụtụ ihe ọmụmụ dị n'akwụkwọ a ga-enyere onye ọbụla nọ **N'ụlọakwụkwọ Dị Elu, Kọleji Keedukeshọn, Politekniki, Mahadum** dg, were na-achụ nta mmụta banyere Asụsụ Igbo, aka nke ukwuu.

E dere akwụkwọ a n'ụzọ ọgbaraọhụrụ e si ede asụsụ Igbo. Ihe nkuzi na ihe mmụta niile dị n'ime ya gbasokwara ụzọ ọgbaraọhụrụ e si akụzi Ụtọasụsụ Igbo. Mkpụrụedemede e jiri dee akwụkwọ a bụ mkpụrụedemede ọgbaraọhụrụ e wepụtara e ji ede asụsụ Igbo, ma werekwa na-akụzi Ụtọasụsụ Igbo ugbua. Usoro okwu niile e jikwanụ were dee ya bụ nke otu Iwelita Asụsụ Na Omenaala Igbo (S.P.L.L.C) nke otu Nhazi Asụsụ Igbo (Standardization Committee) so n'ime ha, mebere.

N'ezie, akwụkwọ a bụ akwụkwọ e depụtara maka onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo. Ule ọbụla onye ahụ gara banyere asụsụ Igbo ga-adị ya ka a na-aracha ụtụ. Anya hụrụ ugo jaa ya mma maka na a naghị ahụ ugo kwa daa. Onye rịkwaanụ elu ọjị ya kpara ya nkụ n'ihi na ọ na-abụ a hụ eze a hụ ngwa agha ya.

Ahịa dị mma na-ere onwe ya n’ihi na ihu dị mma adịghị mma ịtụ mbọ. Ọ bụghị a hụchaa ozu ele, a na-achọ nzọụkwụ ya.

Akwụkwọ **NDEZU ỤTỌASỤSỤ IGBO** a dịkwuazị mma maka onye ọbụla na-akụzi asụsụ Igbo, onye ọbụla na-amụ maka asụsụ Igbo, onye ọbụla na-elele asụsụ Igbo n’ule, onye ọbụla kpọrọ onwe ya nwaamala Igbo, na maka onye ọbụla hụrụ asụsụ Igbo n’anya. Mgbe ọbụla i weere akwụkwọ a gụọ, ka ị ga-eji mata n’ezie na onye rịrị elu agaala mba naabọ, n’ihi na a naghị agwa onye ìsì na nnu adịghị n’ofe.

Akwụkwụ a bụ akwụkwọ lebara anya nke ọma n’**Ụtọasụsụ, Ụdaasụsụ, Asụsụ Igbo** na kwa **Ndụ ndị Igbo.** Onye ọbụla gụrụ akwụkwọ a ga-aghọta n’ezie na onye dere akwụkwọ a napụtara agụ ihe ọ kpụ n’ọnụ.

**AKWỤKWỌ NDỊ ODEE A DERELA**

Chinedum E. Ofomata edeela ọtụtụ akwụkwọ **n'Asụsụ, n'Ụtọasụsụ na n'Agụmagụ Igbo (Iduuazị)**. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a:

1. Nsirinweta Ilu Igbo - 2016
2. Saving Igbo Language from Extinction - 2013
3. Unveiling the Views - 2012
4. Our Culture is Our Identity - 2011
5. The Impact of Igbo Man's Attitude on the Development of Igbo Language - 2013
6. Strengthening the Igbo Language - 2011
7. Igbo, the Language on the Verge of Extinction – A cause for Urgent Action - 2013

## AKWỤKWỌ ỤTỌASỤSỤ IGBO MAKA NDỊ SINIỌ SEKỌNDỊRỊ
## (Igbo Grammar Books for Senior Secondary Schools)

8. Ndezu Ụtọasụsụ Igbo (for Senior Secondary Schools, JAMB/UTME Colleges of Education, Polytechnics, Universities etc) - 1997
   ***(Recommended by WAEC/NECO, JAMB.UTME, 2010 – 2013, 2011 – 2015, 2016 -2020)***
9. Akwụkwọ Odide Igbo Na Ndezu Ụtọasụsụ Igbo Maka Siniọ Sekọndịrị Nke Mbụ. - 2010
10. Akwụkwọ Odide Igbo Na Ndezu Ụtọasụsụ Igbo Maka Siniọ Sekọndịrị Nke Abụọ. - 2010
11. kwụkwọ Odide Igbo Na Ndezu Ụtọasụsụ Igbo Maka

Siniọ Sekọndịrị Nke Atọ - 2010

12. Mmụta Ụtọasụsụ Igbo Maka Siniọ Sekọndịrị Nke Mbụ - 2004

13. Mmụta Ụtọasụsụ Igbo Maka Siniọ Sekọndịrị Nke Abụọ - 2006

14. Mmụta Ụtọasụsụ Igbo Maka Siniọ Sekọndịrị Nke Atọ - 2008

15. Akwụkwọ Ihe Omume N'ụtọasụsụ Igbo Maka Sinio Sekọndịrị Nke Mbụ - 1994

16. Akwụkwọ Ihe Omume N'ụtọasụsụ Igbo Maka Sinio Sekọndịrị Nke Abụọ - 1995.

17. Akwụkwọ Ihe Omume N'ụtọasụsụ Igbo Maka Sinio kọndịrị Nke Atọ - 1996

18. Jụọ M Igbo - 1994

19. Mụta Igbo Maka Ule Siniọ Sekọndịrị - 2008

## AKWỤKWỌ ỤTỌASỤSỤ IGBO MAKA NDỊ JUNIỌ SEKỌNDỊRỊ
## (Igbo Grammar Books for Junior Secondary Schools)

20. Ndezu Ụtọasụsụ Igbo Nke Ndị Juniọ Sekọndịrị 1995
*(Recommended by NECO for the Basic Education Certificate Examination – **BECE**)*

21. Akwụkwọ Odide Igbo na Ndezu Ụtọasụsụ Igbo

Maka Junio̩ Sekọndịrị Nke Mbụ - 2010

22. Akwụkwọ Odide Igbo Na Ndezu utọasụsụ Igbo Maka Juniọ Sekọndịrị Nke Abụọ - 2010

23. Akwụkwọ Odide Igbo Na Ndezu Ụtọasụsụ Igbo Maka Juniọ Sekọndịrị Nke Atọ - 2010

24. Mmụta Ụtọasụsụ Igbo Maka Juniọ Sekọndịrị Nke Mbụ - 2000

25. Mmụta Ụtọasụsụ Igbo Maka Juniọ Sekọndịrị Nke Abụọ - 2000

26. Mmụta Ụtọasụsụ Igbo Maka Juniọ Sekọndịrị Nke Atọ - 2000

27. Akwụkwọ Ihe Omume N'ụtọasụsụ Igbo Maka Junio Sekọndịrị Nke Mbụ - 1992

28. Akwụkwọ Ihe Omume N'ụtọasụsụ Igbo Maka Junio Sekọndịrị Nke Abụọ - 1993.

29. Akwụkwọ Ihe Omume N'ụtọasụsụ Igbo Maka Junio Sekọndịrị Nke Atọ - 1993

30. Dee Igbo Maka Juniọ Sekọndịrị Nke Mbụ - 2011

31. Dee Igbo Maka Juniọ Sekọndịrị Nke Abụọ - 2011

32. Dee Igbo Maka Juniọ Sekọndịrị Nke Atọ - 2011

33. Mụta Igbo Maka Ule Juniọ Sekọndịrị - 2008.

34. Jụọ M Igbo Maka Ule Juniọ Sekọndịrị - 2009

## AKWỤKWỌ ỤTỌASỤSỤ IGBO MAKA NDỊ PRAỊMARỊ (Igbo Grammar Books for Primary Schools)

35. Ndezu Utọasụsụ Igbo Nke Ndị Praịmarị - 2007

36. Igbo Anyị Mak Praịmarị Nke Mbụ - 2011

37. Igbo Anyị Maka Praịmarị Nke Abụọ - 2011

38. Igbo Anyị Maka Praịmarị Nke Atọ - 2011

39. Igbo Anyị Maka Praịmarị Nke Anọ - 2011

40. Igbo Anyị Maka Praịmarị Nke Ise – 2011

41. Igbo Anyị Maka Praịmarị Nke Isii – 2011

## AKWỤKWỌ ỤTỌASỤSỤ IGBO MAKA NDỊ ỌTAAKARA (NỌZIRỊ)

**(Igbo Grammar Books for Nursery Schools)**

42. Ngosi Ụtọasụsụ Igbo Nke Ndị Nọzịrị
Nke Mbụ - 2007

43. Mma Ụtọasụsụ Igbo Nke Ndị Nọzịrị
Nke Abụọ - 2007

44. Nhazi Mmalite Mmụta Ụtọasụsụ Igbo Nke
Ndị Nọzịrị Nke Atọ - 2008

## AKWỤKWỌ AGỤMAGỤ IGBO (IDUUAZỊ)
## (Igbo Novels)

45. Anụ Gbaa Ajọo Ọsọ - 1994
46. Ihe Onye Metere – 1996
47. A Chọwa Isi Ọchụ - 1997
***(Recommended by WAEC/NECO)***

48. Ihe Ọjọọ Gbaa Afọ - 1999
***(Recommended by WAEC/NECO 2006- 2010)***

49. Dibia Na-Agwọ Otoro – 2000
50. Ugonna – 2001
***(Recommended by NECO*** *for the Basic Education Certificate Examination –* ***BECE, 2005 - 2009 )***
51. Ihe Nwata Hụrụ - 2002

52. Ọnwụ Egbughị Onye ụwa – 2006
***(Recommended by NECO, 2010 - 2013)***

53. Ofunna – 2008
***(Recommended by WAEC/NECO, 2012 - 2016)***

54. Ụlụmma – 2008
***(Recommended by NECO** for the Basic Education Certificate Examination – **BECE)***

| | | | |
|---|---|---|---|
| 55. | Jide m Aka | – | 2009 |
| 56. | Kedụ Nwanne M | – | 2009 |
| 57. | Ahụla M Agọzie | – | 2009 |
| 58. | Bịa Be Anyị | - | 2009 |
| 59. | Maka Nne M | – | 2009 |
| 60. | Mụ Na Nwanne M | – | 2009 |
| 61. | Lee Nne M | – | 2009 |
| 62. | Aha M Bụ Nọnso | – | 2009 |
| 63. | Kwụsị Akwa Ahụ | - | 2009 |
| 64. | Chukwu Ka Mụ Ma | – | 2009 |
| 65. | Aka M Dị Ọcha | – | 2009 |
| 66. | Mmiri Eriela M | – | 2009 |
| 67. | Udu m Awaala | – | 2010 |
| 68. | Chefuo Maka M | – | 2010 |
| 69. | Zimụzọ | - | 2010 |
| 70. | Arinze Atọla | – | 2012 |
| 71. | Lee M | – | 2010 |
| 72. | Ị Hụrụ Ya | – | 2011 |
| 73. | Mụnachim | - | 2013 |

74. Sowe M - 2013
75. Kpọlaa M Be Anyị - 2009
76. O o Ejike – 2013
77. N'ala Amerịka – 2013
78. Nwanne Bụ Iro – 2013
79. Iwe Dị Ya N'obi – 2013
80. Kedụ Emeka? – 2013
81. Izunna - 2013

## AKWỤKWỌ ABỤ IGBO
## (Igbo poetry)

82. Ọdị M N'obi – 1997
***(Recommended by JAMB/UTME)***

83. Echiche M – 2001
84. E Chezọla – 2001
85. Arịma – 2004
86. Ụlarị - 2006
87. Ọbị Ọcha Ụmụaka – 2007
88. Ibisi – 2008
89. Ụdara Ọma – 2013
90. Okwu Ndụ - 2001
***(Recommended by NECO** for the Basic Education Certificate Examination – **BECE, 2011- 2013)***

## OMENAALA IGBO
## (Igbo Customs)

| | | | |
|---|---|---|---|
| 91. | Omenaala Na Ọdịnaala Ndị Igbo | - | 2011 |
| | ***(Recommended by WAEC/ NECO, 2016 - 2020)*** | | |

## ENGLISH NOVELS

| | | | |
|---|---|---|---|
| 92. | The Last Cry | - | 2017 |
| 93. | The Last Battle | - | 2009 |
| 94. | The Agonies of Ugonna | - | 2010 |
| 95. | Please Spare my Life | - | 2012 |
| 96. | Good For Nothing Child | - | 2017 |
| 97. | Chinaza, The Innocent Househelp | - | 2015 |
| 98. | Twist of Destiny | - | 2014 |
| 99. | Rays of Fate | - | 2008 |
| 100. | Freedom At Last | - | 2011 |
| 101. | Agozie, The Missing Child | - | 2015 |
| 102. | The Bitter Lesson | - | 2017 |
| 103. | The Great Lesson | - | 2013 |
| 104. | The Unexpected Has Happened | - | 2015 |
| 105. | The Surprises of Life | - | 2018 |
| 106. | The Fulfillment of Fate | - | 2018 |
| 107. | Joy At Last | - | 2019 |
| 108. | The Last Laugh | - | 2019 |

N'ezie, nke ọbụla ị tụtụụrụ n'ime akwụkwọ ndị a niile gụọ, ị ga-aghọta ozigbo na ọ bụ eziokwu na ọ na-abụ e were aka nye aka o too ogologo. **Ka Chukwu dubenụ anyị.**

*Chinedum E. Ofomata*
*National Chairman,*
*Association for the Survival of Igbo*
*Language and Culture*
*(ASILAC)*

## EKELE

Ọ bụ onye nọ ndụ na-akọ akụkọ ọgụ. Ọkụkọ anaghị echezọ onye foro ya ọdụ n'udummiri maka na ọ bụ aka mere azụ ọ gbaa nkụrụnkụ. Ọ bụkwuazị mmiri na-enyere akwụ aka o were gbaa mmanụ. Ọ bụ ya kpatara m ga-eji were ohere a kelee ndị niile nyeere m aka n'ụzọ dị iche iche nke mere ka mụ bụ opi na-afụ ugbua. Esi m na mgbaziọnụ ha, nkwado ha pụrụ iche na ọtụtụ aro dị iche iche ha tụnyeere m were ghọta n'ezie na onye hapụ ihe ya na chi ya kwuru ọ bụrụ onye nwụrụ anwụ.

N'ihi nke a, aga m eji ohere a were kelee Maazị Ezekwesili E.C (Former Chairman, Civil Service Commission, Enugu) onye nke meere mụ karịa ihe nna ga-emere nwa ya. Enyemaka ya n'ebe m nọ so were nyere aka ka mmụta m pụta ìhè. Amaghị m otu mụ ga-esi kelee ya. Mana otu o sila dị, ana m echeta ya mgbe ọbụla na ndụ m ma na-arịọkwuazị Chineke ka ọ nọnyere ya n'ebe ọbụla ọ nọ.

Ana m ejikwuazị ohere a na-ekele ezigbo enyi m nwoke bụ Maazị Christopher Ifeanyi Ani (Government Press, Enugu) maka ịhụnanya ya pụrụ iche n'ebe m nọ, na kwa otu o siri gosi m n'ezie na nwanne dị na mba. Ya bụ ọkụ so were mee mụ bụ mmiri, m were na-agbọ agbọ ugbua.

Onye ọzọ m jikwuazị otu aka ahụ na-enye ekele bụ Odoziakụ J.O.E. Muo (Former Deputy Chairman, State Education Commission, Enugu) onye nke meere m ihe nne ga-emere nwa ya. Ọ bụ kpụkpando ka igwe ji bụrụ sọ mma. N'ihi ya, ana m ekele ya nke ukwuu maka aka o nyeere m ka mmụta na onyinye Chineke nyere m ghara ịla n'iyi. (Pụta ìhè nke ọma).

Ka Chineke Nna bi n'eluigwe nọnyere ya mgbe ọbụla, n'ihe ọbụla ọ na-eme na ebe ọbụla ọ nọ.

Onye ọzọ ekele m na-agakwara bụ Maazị Nnamdi Louis Oraka (Former Head, Department of Igbo Language and Culture, Eha-Amufu College of Education) maka na ọ bụ osisi na-enyere akwịlịkọ aka o were kwụrụ. Ana m eburu ụkpa ekele na-ebunye ya, were na-asịkwuazị ya na ozi ahụ o ziri anwụrụ ọkụ eruola eluigwe, aka. Ekele dịrị ya. Ndị Igbo sị na akụ nwatakịrị jiri gbagbuo anụ, na ọ bụ okenye pịaara ya.

Aga m eji ohere a were kelee ndị sị mụ bụ nwata jide nkapị na ha ga-enye m mmiri m ga-eji kwọọ aka. Ndị ahụ ekele m na-agara n'ụzọ pụrụ iche bụ Prọfesọ Inno Uzoma Nwadike (Department of Linguistics and Nigerian Languages, University of Nigeria Nsukka), Prọfesọ M.C. Onukawa, Department of Linguistic/Communication Studies/Igbo, Abia State University Uturu, Prọfesọ Goddy Onyekaonwu (Department of African Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka), Prọfesọ R.I. Ndimele, Department of Linguistics/Communication Studies/Igbo, Abia State University, Uturu. Maazị E.E.C. Ezenwegbu (Formerly, Principal Girls Secondary School, Nimo). Ndị a niile nyere m nkwado, mgbaziọnụ na agbamume otu ha nwere ike nke nyeere m ezigbo aka n'idepụta akwụkwọ a. Ana m ekelekwa Maazị M.I. Okafo, Department of Linguistics/Communication Studies/Igbo maka agbamume ya na nkwado ya n'ebe m nọ. O gosipụtakwara n'zie na nwanne dị na mba. Ndị ọzọ kwa m ga-ejikwa ohere a were kelee bụ

Prọfesọ Iwu Ikwubụzo, Dr Bright Nnabuihe, Department of Igbo, University of Lagos.

Ekele m agaghị ezu oke ma ọ bụrụ na mụ echetaghị maka **Otu Asụsụ Na Omenaala Igbo Ga-adị** ***(Asociation for the Survival of Igbo Language and Culture)*****, Otu Iwelite Asụsụ na Omenaala Igbo** ***(Society for Promoting Igbo Language and Culture)*** na kwa **Otu Nhazi Asụsụ Igbo** ***(Standardisation Committee)***. Ana m ekelesi ha ike maka mbọ pụrụ iche ha na-agba n'ikwalite Asụsụ na Omenaala Igbo. Nke ọzọ kwa ekele m ga-eji karachaa na-agara ha ọkachasị **Otu Nhazi Asụsụ Igbo** ***(Standardisation Committee)*** bụ maka na okwu ọhụrụ niile e jiri dee akwụkwọ a bụ nke ha mewere.

N'ezie, ụwa naanị otu onye bi na-aka mma n'afọ. N'ihi nke a, ana m ekele ndị niile m gụrụ akwụkwọ ha nke m si na ha nwee nghọta nyeere m aka ijiri depụta nke m.

N'eziokwu, ọ ga-ekwe anyị nghọta na ndụ anyị n'ụwa a, mbọ niile na ihe niile anyị na-eme iji wee nyere onwe anyị aka na ndụ, abụghị n'ike aka anyị. Ọ bụ n'ike aka **Chineke Nna bi n'eluigwe**. N'ihi nke a, ana m asị ka Chukwu duwe onye ọbụla n'ezigbo ihe ọbụla ọ na-eme ga-abara ya uru n'ihi na ọ bụ **Chi m na-edu m.**

**Chinedum E. Ofomata**
**National Chairman,**
***Association for the Survival of Igbo Language and Culture (ASILAC)***

## MAKA AKWỤKWỌ A

Ekwe kụọ, ama agbaa maka na onye kuliri ọtọ nwere be ọ na-eje. Tọọ ntị n'ala ka ịnụ ụya agbịsị.

E degharịala akwụkwọ a n'ụzọ pụrụ iche na kwa n'ụzọ kacha mma. Na ndeghari ọhụrụ a, e webatara ihe nkuzi na ihe ọmụmụ ọhụrụ ndị kwesịrị ka e webata, wepụkwa ihe ndị kwesịrị ka e wepụ, ma degharịkwaa ihe ndị kwesịrị ka e degharịa n'ime ya bụ akwụkwọ. E bulitekwara akwụkwọ a elu n'ụzọ kacha mma maka ihe ọmụmụ na nkuzi ụtọasụsụ Igbo na ***Kọleji, Kọleji Keedukeshọn, UTME, JAMB, Politekniki na Mahadum*** dg.

N'ihi ya, ihe di wọrọ  ogori azụọla n'ahịa. Gụọ akwụkwọ a ka ị ghọta na ọ na-abụ a gụọ nwatakịrị aha, ọ dị ka e chiri ya echichi.

Akwụkwọ a gbalirị nke ọma n'ịrụtụ aka n'ụzọ pụrụ iche n'ihe ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo. Ndewonụ! Ka Chukwu dubenụ anyị n'ihi na ọ bụ Chi m na-edu m.

**Chinedum E. Ofomata.**
**National Chairman,**
***Association for the Survival of Igbo***
***Language and Culture (ASILAC)***

## NỤRU NKE A!

N’ezie, edeghariala **NDEZU ỤTỌASỤSỤ IGBO** nke ndị **Siniọ Sekọndịrị, Kọleji, Kọleji Keedukeshọn, UTME, JAMB, Politekniki, Mahadum** dg, n’ụzọ kacha mma.

E wepụrụ ihe ọmụmụ ndị na-adabaghịzi ma webatakwa ihe ọmụmụ ọhụrụ. Ihe e jiri mee nke a bụ maka na ọ bụ ndụ na-eto, ihe ọmụmụ na nkuzi ana-eto. Maka na ụwa anaghị akwụ otu ebe.

Eji m ezigbo ohere a na-asị ndị na-akọpị akwụkwọ m na ihe m dere n’akwụkwọ, na-ere n’ahịa; ***‘Biko Kwụsịzienụ!’ ‘Unu akọpịzịla!’*** Makarakwanụ na mkpara akwụ bụ mkpara akwụ, mana iji nkata buru akwụ onye ọzọ, bụ ohi. Ọ bụkwa mmadụ nwe ọgọdọ ewu na-ata maka oke anaghịkwa eri ihe onye mụ anya. Okenye agaghịkwa anọdụ n’ụlọ gbachi ụmụaka nkịtị ebe ha na-agba udele akụ n’ihi na udele abụghị anụ oriri. Maka na ọ bụrụ na udele bụ anụ oriri, ndị mbụ gaara ericha ya. Biko hapụnụ udele n’ihi na udele abụghị anụ oriri.

E rikwala ji nwatakịrị n’ike maka na ọ chara mmanụ maka na sakaụsa rie ogwumagala, ike ụsa ga-agwụrịrị ya. Anyị echetakwara na atụrụ sị na a kụrụ egwu ruo na be ya, ọ bụrụ na ọ maghị agba, ọ wụliwe elu, maka na onye ọbụla a dụrụ aka n’ọnụ bụzị ya ji ụgwọ ọgụ. ***Kwụsịnụ ịkọpị, ịmapịa na ibighari akwụkwọ m! Oji akwa aghụ ahụ mara onwe ya.***

Anyị echefuola na ogwumagala sị na onye chaa ka o si acha, ọ chaghariạ ụdịrị ọzọ. Edeghariạla m akwụkwọ a ma bighariạ ya, ugbua. Maka na otu nwoke sị na onye gbaa ụdịrị egwu ọ gbara, ya agbaa ụdịrị ọzọ. Onye ọsọ chụkatara o were gbalaa ikwunne ya, agbachaala ihe niile ọ ga-agba n'ọsọ. Agbalaala m ikwunne m. Ndị na-achụ m, achụzila m. Anụ ọbụla kwesịrị ka ọ kpaa n'ọwarị nke ya. Onye hapụ nke ya were gawa na nke onye ọzọ, ọ bụrụ nsogbu. Asịghịkwa m nwata achọla nke ya kama nwata emebikwala nke okenye. Maka na atụrụ ọbụla hụrụ m were puo mpi, aga m eji mpi ya ńụọ mmanya.

***Ma ndị na-akọpị akwụkwọ m, ma ndị na-ebigharị ihe m derela were na-ewepụta n'ahịa,*** ana m asị ha, ha biko wepụ mma n'akịdị n'ihi na e jighị mma ebi akịdị. Matakwanụ na eriri adịghị ọkụkọ mma n'olu. Ọchụ nwa ọkụkọ nwe ada, nwa ọkụkọ nwere mwemwe ọsọ. O kwesịkwara ka anyị ghọta nke ọma na ihe onye ọbụla metara ga-adịrị ya. Maka na ọ bụ a gbachaa egwu ọ laa n'ukwu. Onye zakọọ, o kpoo.

**Chinedum E. Ofomata**
**National Chairman,**
***Association for the Survival of Igbo***
***Language and Culture (ASILAC)***

# NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE MBỤ
# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
# MKPỤRỤEDEMEDE ABIDỊỊ IGBO
# (MMALITE YA, ỤDỊ YA NA ODIDE YA)

Mkpụrụedemede Abịdịị Igbo bụ mkpụrụedemede e ji ede Asụsụ Igbo na mba ụwa gbaa gburugburu, e nwere ọtụtụ asụsụ. Ọ bụ otu ahụ e siri nwee mmadụ dị iche iche n'ụwa ka e sikwuazị nwee asụsụ dị iche iche. Asụsụ ọbụla nwere otu e si asụ ya ma nwekwuazị otu e si ede ya. Ọ bụkwa site na mkpụrụedemede asụsụ ka e si ede asụsụ. Ihe nke a na-akọwa bụ na ọ bụ mkpụrụedemede asụsụ ka e ji ede asụsụ. Asụsụ Igbo nwekwuazịrị mkpụrụedemede e ji ede ya.

Ndị ọcha ji ozi ọma were bata n'ala Igbo na senchụrị nke irinaitoolu (19th Century), gbalịrị nke ọma n'iwepụta mkpụrụedemede a ga-eji were na-ede asụsụ Igbo. Ọ bụ ha wepụtara mkpụrụedemede abịdịị izizi e jiri malite dewe asụsụ Igbo n'akwụkwọ. Mkpụrụedemede abịdịị Igbo e wepụtara n'izizi e jiri malite dewe asụsụ Igbo bụ nke nwoke onye Jamani (Germany) aha ya bụ profesọ Lepsius weputara n'afọ 1854. Aha e jiri mara mkpụrụedemede abịdịị Igbo ahụ bụ Mkpụrụedemede Lepsius (Lepsius Alphabet) maọbụ Standard Alphabet na bekee (Nwadike, 2002). Mkpụrụedemede ndị ahụ dị ka Lepsius siri wepụta ha bụ ndị a na-esota ugbua:

| | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| **a** | **b** | **d** | **e** | **f** | **g** | **h** | **i** |
| **k** | **l** | **m** | **n** | **o** | **p** | **r** | **s** |
| **t** | **u** | **v** | **w** | **y** | **z** | **gb** | **gh** |
| **gw** | **kp** | **kw** | **n** | **nw** | **ny** | **o** | **š** |
| **dš** | **tš** | | | | | | |

Mkpụrụedemede ahụ e depụtara n’elu dị iriatọ na-anọ. Mkpụrụedemede ndị e bu ụzọ wepụta bụ ndị a:

| | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| **a** | **b** | **d** | **e** | **f** | **g** | **h** | **I** |
| **k** | **l** | **m** | **n** | **o** | **p** | **r** | **s** |
| **t** | **u** | **v** | **w** | **y** | **z** | | |

E mechaa gbakwụnyekwara ha mkpurụedemede ndị a: (Nwadike, 2002) **gb, gh, gw, kp, kw, n, nw, ny, o, š, dš, tš**

E mechara nwee mkpurụedemede ọhụrụ ma bụrụkwa mkpụrụedemede ndị e si na mkpụrụedemede izizi degharịa ma megharịa. Ndị wepụtara mkpụrụedemede ọhụrụ ahụ bụ Dr. Ida C. Ward na R.F.G Adams. Ọ bụ n’afọ 1929 ka e weputara mkpụrụedemede ndị ahụ. Aha e jiri mara mkpurụedemede ọhụrụ ahụ n’asụsụ bekee bụ ‘New Africa Orthography’. Mkpụrụedemede ndị ahụ bụ ndị a:

| | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| **a** | **b** | **c** | **d** | **e** | **ɛ** | **f** | **g** |
| **gb** | **gh** | **h** | **i** | **j** | **k** | **kp** | **l** |
| **m** | **n** | **ŋ** | **ny** | **o** | **כ** | **Ɵ** | **p** |
| **r** | **s** | **sh** | **t** | **u** | **v** | **w** | **y** |
| **z** | **gw** | **kw** | **nw** | | | | |

Mkpụrụedemede ndị ahụ e depụtara n'elu dị iriatọ na isii. N'ihi mbọ Ida ward na R.F.G. Adams gbara ijiri hụ na mkpurụedemede ọhụrụ pụtara, mere e jiri mara ya bụ mkpụrụedemede ma na-akpọkwa ya **'Adams-Ward Orthography'**. Ihe nke a pụtara bụ '**Mkpụrụedemede Adam/ Ward'** wepụtara.

Mana, e mechara nnukwu ndọrọndọrọ dapụtara banyere mkpụrụedemede kacha mma a ga-eji were na-ede asụsụ Igbo. Ihe butekwaranụ nnukwu ndọrọndọrọ ahụ bụ mgbanwe ndị ahụ a na-enwe na mkpurụedemede e ji ede Igbo sitere n'aka ụfọdụ ndị ọkasụsụ. Ọnọdụ dị otu ahụ metụtara n'ụzọ pụrụ iche ọtụtụ akwụkwọ ndị e derela n'asụsụ Igbo na kwa ótú kwudosiri ike a ga-esi na-ede asụsụ Igbo.

Ọ bụ nnukwu ndọrọndọrọ mkpụrụedemede ***(orthography controversy)*** ahụ e nwere bụ nke naara ọtụtụ afọ kpatara Gọmentị ọwịwa anyanwụ Naịjirịa nke M.I. Okpara nọ n'isi ya jiri họpụta òtù maobụ kọmitii (committee) n'afọ 1961 ga-eleba anya na nnukwu ndọrọndọrọ ahụ ma binyụọ ya bụ ọkụ ma wepụtakwa n'ụzọ kacha mma, mkpụrụdemede asụsụ Igbo a haziri nke ọma a ga-eji were na-ede asụsụ Igbo. Mkpụrụedemede asụsụ Igbo. Aha e jiri mara komitii ahụ bụ ***Komitii Ọnwụ (Onwu Committee).*** Komitii ahụ rụrụ ọrụ ha nke ọma. Ha binyụkwara ọkụ ndọrọndọrọ mkpụrụedemede site n'iwepụta mkpụrụedemede ọhụrụ a ga-ejizi na-ede Igbo bụkwa nke onye ọbụla nabatara. Aha e jiri mara mkpụrụedemede ahụ bụ ***Mkpụrụedmede Ọnwụ (Ọnwụ Orthography)*** maọbụ ***Mkpurụedemede Ọhụrụ (New Orthography)***. Mkpụrụedemede

Abidii Igbo ndị ahụ S.E. Onwu na Komitii ya wepụtara n'afọ 1961 dị iriatọ na isii. Ọ bụkwa mkpụrụedemede ndị ahụ ka e ji ede asụsụ Igbo ugbua. Ha bụ ndị a a ga-edepụta ugbua:

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| **a** | **b** | **ch** | **d** | **e** | **f** | **g** |
| **gb** | **gh** | **gw** | **h** | **i** | **ị** | **j** |
| **k** | **kp** | **kw** | **l** | **m** | **n** | **ń** |
| **nw** | **ny** | **o** | **ọ** | **p** | **r** | **s** |
| **sh** | **t** | **u** | **ụ** | **v** | **w** | **y** |
| **z** | | | | | | |

Mkpụrụedemede abịdịị Igbo ndị ahụ e depụtara n'elu bụ n'obere mkpụrụedemede ka e depụtara ha. A ga-edepụtakwuazị ha na nnukwu mkpụrụedemede. Lee ha na nnukwu mkpụrụedemede dị ka e siri hazie ha ma wepụta ha:

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| **A** | **B** | **CH** | **D** | **E** |
| **F** | **G** | **GB** | **GH** | **GW** |
| **H** | **I** | **Ị** | **J** | **K** |
| **KP** | **KW** | **L** | **M** | **N** |
| **Ñ** | **NW** | **NY** | **O** | **Ọ** |
| **P** | **R** | **S** | **SH** | **T** |
| **U** | **Ụ** | **V** | **W** | **Y** |
| **Z** | | | | |

Ọ bụ mkpurụedemede ndị a (ma nke obere, ma nke nnukwu) ka e ji ede asụsụ Igbo ugbua. Ọ bụkwa mkpụrụedemede kwesịrị ka onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo, na-agụ asụsụ Igbo, na-asụ asụsụ Igbo ma na-ede asụsụ Igbo, mara nke ọma.

# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ
# ỤDAUME (VOWELS)

Dị ka e siri kọwaa na mbụ, mkpurụedemede abịdịị Igbo dị iriatọ na isii. N'ime mkpụrụedemede ndị ahụ niile ka e nwere mkpụrụedemede ụdaume. Mkpụrụedemede ụdaume e nwere n'asụsụ Igbo dị naanị asatọ. Ezeikeojiakụ (1989) n'akwụkwọ ya kọwara na onye izizi wepụtara ihe ọmụmụ banyere ụdaume ma mee ya ka ọ bụrụ ihe nnyocha bụ A.J. Ellis n'ihe ọmụmụ ọ kpọrọ '***Vowels Theory'*** n'afọ 1844. Ọ kọwakwara na A.M. Bell n'afọ 1867, wepụtakwara nkọwa nke ya banyere ụdaume site n'ịkpọ ya ma ma na-ahụtakwa ya dị ka ***'Cardinal Vowel'***.

Site n'ihe nnyocha niile a nke ndị ọkammụta n'ụtọasụsụ mere, o kwesịrị ka a mata ma kọwaa ihe bụ ụdaume. Ụdaume bụ mkpurụedemede abịdịị Igbo ndị ahụ ọ na-abụ a na-akpọpụta ha, ha enwe ụda. Mkpọru aha ụdaume n'isi bụ ụdamkpugheume. Ọ bụ ụdamkpugheume ahụ ka a kpọbiiri aha ya la ọ bụrụ ụdaume. Mkpurụedemede ụdaume ọbụla bụ nke ọ na-abụ a na-akpọpụta, ụdaume ya a na-apụta ìhè ma dịkwa mfe na mkpọputa. Mgbe ọbụla a na-akpọpụta mkpurụedemede ụdaume, ọnụ na-eghe oghe. Ọnụ anaghị emechi emechi ma a na-akpọpụta mkpurụedemede ọbụla bụ mkpụrụedemede ụdaume. Ọnụ na-emeghe emeghe ma a na-akpọpụta ha ma bụrụkwa nke ikuku na-esi na ya apụta ma ụda ha na-apụta. Ụda mkpurụedemede ụdaume ọbụla na-esikwuazị na nkuume were na-apụta. A ga-edepụta mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ e nwere n'asụsụ Igbo. Ha bụ ndị a n'obere mkpurụedemede:

**a e i ị o ọ u ụ**

O kwesịkwa ka e depụta ha na nnukwu mkpụrụedemede. Nnukwu mkpurụedemede ụdaume n'asụsụ Igbo bụ ndị a na-esota ugbua:

**A E I Ị O Ọ U Ụ**

Mkpụrụedemede ụdaume ndị a niile bụ mkpụrụedemede na-enye okwu maọbụ mkpụrụokwu ụda. Ọ bụ ha na-eme ka mkpụrụokwu nwee ụda ma nwekwuazị nghọta ma a na-akpọpụta ha. Ọ bụrụ na ha anọghị n'okwu maọbụ mkpụrụọkwu, okwu ahụ maọbụ mkpụrụokwu ahụ anaghị enwe nghọta, ọ naghịkwa enwe ụda. Ụfọdụ n'ime mkpụrụedemede ụdaume bụkwa ndị nwere ike ịkwụrụ onwe ha n'okwu. Ụfọdụ n'ime mkpurụedemede ndị ahụ nwere ike ịkwụrụ onwe ha n'okwu, n'ahịrịokwu maọbụ ghọrọ mkpụrụokwu bụ ndị a:

**a e i ị o ọ**

A ga-edepụtakwa ha na nnukwu mkpụrụedemede. Ha bụ ndị a na nnukwu mkpụrụedemede:

**A E I Ị O Ọ**

Site n'ihe mmụta na nnyocha e mere, a chọputara na o enweghị akụkụ ọnụ ya na ibe ya na-emekọ ma a na-akpọpụta ha. Ọnụ na-eghe oghe nke ọma ma a na-akpọpụta mkpụrụedemede ụdaume. Mkpurụedemede ụdaume bụkwa mkpụrụedemede na-ebu akaraụdaolu.

| Mkpụrụedemede Ụdaume | Mkpụrụokwu e ji ha mee n'otu n'otu. |
|---|---|

| | |
|---|---|
| **a**<br>**i**<br>**e**<br>**u**<br>**ọ**<br>**ị**<br>**ụ**<br>**o** | Akwụebu<br>Ikuku<br>Ekworo<br>Ududo<br>Ọkpụrụkpụ<br>Ịgba<br>Ụzịza<br>Okukoro |

**ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ATỌ**
**ÒTÙ ỤDAUME**

Mkpụrụedemede ụdaume nwere òtù abụọ. Ihe nke a pụtara bụ na e kewara ụdaume ụzọ abụọ. Ụzọ abụọ ahụ e kewara ya ka a maara dị ka **òtù 'A'** na **òtù 'E'**. Ihe nke a na-akọwa bụ na mkpurụedemede ụdaume dị asatọ n'ọnụọgụ, nwechara otu nke ọbụla n'ime ha nọcha na ya. Ọ bụ site n'otu nke ọbụla n'ime ha si ada ụda na-akọwa òtù nke ọbụla n'ime ha ga-anọ na ya. **Òtù 'A'** ka a maara dị ka ụdaume mfe maọbụ ụdamfe (Light Vowels). **Òtù 'E'** bụrụkwa nke a maara dị ka ụdaume Arọ maọbụ Ụdaarọ (Heavy Vowels). A ga-edepụta òtù abụọ ahụ n'otu n'otu ma kọwaa ha.

## A. ỤDAUME MFE (ỤDAMFE) – LIGHT VOWEL

Ụdaume mfe maọbụ ụdamfe bụ mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ nọ n'òtù **'A'**. Ha dị mkpurụedemede anọ n'ọnụọgụ. Ihe e ji akpọ ha ụdaume mfe maọbụ ụdamfe *(light vowels)* bụ maka na mkpọpụta ha na-adị mfe n'ọnụ. Mkpụrụedemede ndị ahụ a maara dị ka mkpụrụedemede ụdaume mfe bụ ndị a:

| | | | |
|---|---|---|---|
| **a** | **ị** | **ọ** | **ụ** |

Ọ bụ otu a e siri depụta ha ka e si ede ha n'obere mkpụrụedemede. A ga-edepụtakwuazị ha na nnukwu mkpụrụedemede. Nnukwu mkpụrụedemede ha bụ ndịa:

| | | | |
|---|---|---|---|
| **A** | **Ị** | **Ọ** | **Ụ** |

N'ime mkpụrụedemede ụdaume mfe (ụdamfe) anọ ahụ e nwere, ọ bụ naanị mkpurụedemede **'a'** bụ nke na-enweghị ntụpọ. Atọ n'ime ha nwechara ntụpọ.

## B. ỤDAUME ARỌ (ỤDAARỌ) – HEAVY VOWELS

Ụdaume arọ bụkwụazị mkpurụedemede ụdaume ndị nọ **n'otu 'E'**. Mkpurụedemede ụdaume ndị a bụ mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ ụda ha na-anyị arọ n'ọnụ ma a na-akpọputa ha. Ha dịkwuazị mkpụrụedemede anọ dị ka mkpụrụedemede ụdaume mfe siri dị. N'ime mkpụrụedemede ụdaume arọ anọ ahụ e nwere, o nweghị nke ọbụla n'ime ha na-ebu ntụpọ dị ka e siri nwee n'ụdamfe. Naanị otu mkpụrụedemede n'ime ha na-enwe ntụpọ n'elu ma e depụta ya n'obere mkpụrụedemede. Mkpụrụedemede ahụ bụ **'i'**. Mana ọ bụrụ na e depụta mkpụrụedemede '**i'** na nnukwu mkpụrụedemede, ọ naghị ebu ntụpọ ma elu, ma ala. A ga-edepụta mkpụrụedemede ụdaume arọ ndị ahụ e nwere. Ha bụ ndị a:

| | | | |
|---|---|---|---|
| **e** | **i** | **o** | **u** |

Ọ bụ otu a ka e si ede ụdaume arọ (ụdaarọ) - *(Heavy Vowels)* n'obere mkpụrụedemede. A ga-edepụtakwa ha na nnukwu mkpụrụedemede. Nnukwu mkpụrụedemede ha bụ ndị a:

| | | | |
|---|---|---|---|
| **A** | **I** | **O** | **U** |

Ma ụdaume arọ ma ụdaume mfe, ọ bụ ha jikọrọ ọnụ were mebe mkpụrụedemede ụdaume dị asatọ n'ọnụọgụ.

Otu abụọ a e nwere n'ụdaume na-enyere aka nke ọma n'ihe ọmụmụ banyere Ndakọrịta Ụdaume. Maka na ọ bụ site na ha ka e si enweta ndakọrịta ụdaume n'asụsụ Igbo.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ANỌ

# ỌDỊDỊ ỤDAUME E NWERE

Anyị aghọtala ma mụtakwa na mkpụrụedemede ụdaume dị asatọ n’ọnụọgụ. N’ime mkpụrụ asatọ ahụ ha dị, nke ọbụla n’ime ha nwere otu e si akpọpụta ya. Ọ bụ otu ahụ dị iche iche e si akpọpụta ha mere ka ha nwee ụdịrị ha ma nwekwaa ọnọdụ mkpọpụta ha. Ọ bụ eziokwu na ụdaume ọbụla nwere ụda ma a na-akpọpụta ya, mana ụda ha nwechara otu e si akpọpụta ha ma nwekwa ebe e si akpọpụta ha. Ọ bụ otu ahụ e si akpọpụta ha na kwa ebe e si akpọpụta ha ka a ga-elebazi anya n’ihi na ọ bụ ha na-ezipụta ụdịrị ụdaume e nwegachara.

## A. ỤDAUME IHU ỌNỤ (FRONT VOWELS)

N’ime mkpụrụedemede ụdaume asatọ ahụ e nwere, e nwere mkpụrụedemede ụdaume ndị nke a maara dị ka ụdaume ihu ọnụ. Mkpụrụedemede ndị a mejupụtara ụdaume ihu ọnụ dị anọ n’ọnụọgụ. Ihe kpatara e ji akpọ ha ụdaume ihu ọnụ bụ maka na ọ bụ a na-akpọpụta ha, ụda ha esi n’ọnụ ghere oghe nke ọma were na-apụta. Ọnụ na-emepe nke ọma ma a na-akpọpụta ha. Ụda ha niile na-esi n’ihu ọnụ, nke ga-eghere oghe nke ọma, were na-apụta. Mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ bụ ụdaume ihu ọnụ bụ ndị a:

| | | | |
|---|---|---|---|
| **i** | **a** | **ị** | **e** |

Mgbe ọbụla a na-akpọpụta nke ọbụla n’ime ha, ọnụ na-eghere oghe nke ọma, ụda ha sikwa n’ihu ọnụ ha ghere oghe were na-adapụta, na-enweghị ọgbatauhie ọbụla. A na-akpọputa mkpụrụedemede ụdaume ihu ọnụ, ire na-agbagote n’ebe anyụrụ dị n’ime ọnụ. Gị onwe gị,

ngwa kpọọpụta ha n'otu n'otu ka ị chọpụta ihe a na-ekwu maka ya.

## B. ỤDAUME AZỤ ỌNỤ (BACK VOWELS)

Ụdaume azụ ọnụ bụkwa ụdaume a ga-eleba anya. Ụdaume azụ ọnụ bụ ụdịrị ụdaume mkpụrụedemede ha ga-esi n'azụ ime ọnụ ghere oghe were na-adapụta. Mgbe ọbụla a na-akpọọputa ụdaume ndị a, ọnụ gheere oghe na-eme ka ọ na-emechi emechi ijiri mee ka ụda ha pụta nke ọma dị ka e siri chọọ ha. Ọ bụrụ na a na-akpọọpụta ụdaume azụ ọnụ, ọnụ na-eme ka ọ na-agba okirikiri. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a na-enyere aka iwepụta ụdịrị ụda a chọrọ, ma mekwaa ka ụda ha (ụdaume azụ ọnụ) dị iche n'ụda ụdaume ihu ọnụ. Mkpurụedemede ụdaume azụ ọnụ e nwere bụ ndị a na-esota ugbua:

| | | | |
|---|---|---|---|
| **Ụ** | **O** | **U** | **Ọ** |

Mkpụrụedemede ụdaume azụ ọnụ dịkwuazị anọ n'ọnụọgụ. Nke ọbụla n'ime ha nwere ụdịrị ụda nke ya. Mana ụda ha niile na-esi otu ebe were na-apụta. Ọ bụrụ na a na-akpọọputa ha n'otu n'otu, egbugbereọnụ na-anọgharị n'ọnọdụ ya dị ka o siri metụta ụda nke ọbụla n'ime ha.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ISE
## NDAKỌRỊTA ỤDAUME

Dị ka e siri kwuo na mbụ, mkpurụedemede ụdaume dị asatọ n'ọnụọgụ. Ha bụ mkpụrụedemede ndị ahụ ọ na-abụ a na-akpọputa, ha enwee ụda. A naghị enwe ihe mgbochi ọbụla na nkuume ma a na-akpọputa ha. Ha bụ ndị a:

**a e i ị o ọ**

N'ime mkpụrụedemede asatọ ahụ e depụtara n'elu, e kewara ha ụzọ abụọ. Ụzọ abụọ ahụ ka a maara dị ka òtù abụọ: Òtù **'A'** na Òtù **'E'**. Òtù **'A'** ka a maara dị ka ụdaume mfe maọbụ ụdamfe (light vowels), mana Òtù **'E'** ka a maara dị ka Ụdaume Arọ maọbụ Ụdaarọ (Heavy Vowels). Òtù ọbụla n'ime ha nwere mkpụrụedemede anọ n'otu n'otu. Lee ka ha siri kwụrụ n'ihe ngosipụta:

| **ỤDAUME MFE – ỤDAMFE (LIGHT VOWELS) OTU 'A'** | | **ỤDAUME ARỌ- ỤDAARỌ (HEAVY VOWELS) OTU 'E'** | |
|---|---|---|---|
| **Obere Mkpụrụ - edemede** | **Nnukwu Mkpụrụedeme de** | **Obere Mkpụrụ - edemede** | **Nnukwu Mkpụrụedemed e** |
| a | A | e | E |
| ị | Ị | i | I |
| ọ | Ọ | o | O |
| ụ | Ụ | u | U |

Okwu ọbụla maọbụ mkpụrụokwu ọbụla n’asụsụ Igbo bụ nke ụda ya na nghọta ya na-ezu oke ma pụta ihe nke ọma site na njekọrịta maọbụ nnọkọrịta ọnụ mkpụrụedemede ụdaume nọ n’otu òtù na-anọkọta maọbụ na-ejekọrịta. Okwu Igbo maọbụ mkpurụokwu Igbo bụ ndị a na-enweta ezi nghọta ha, nsụpe ha, ụda ha na nkọwa ha site na mbiakọ ọnụ mkpụrụedemede ụdaume nọ n’otu òtù na-abịakọ ma na-emekọrịtakwa. N’ihi nke a, ndakọrịta ụdaume bụ ụdaume isi n’otu òtù were mewe okwu maọbụ mkpụrụokwu. Iji maa atụ:


| **Mkpụrụokwu ụdaume mfe (ụdamfe) mewere mkpụrụokwu ndị nọ n’òtù ‘A’** | | **Mkpụrụokwu Ụdaume arọ (Ụdaarọ) mewere mkpụrụokwu ndị nọ n’òtù ‘E’** | |
|---|---|---|---|
| **Ụdaume mfe (Ụdamfe)** | **Mkpurụokwu** | **Ụdaume arọ (Ụdaarọ)** | **Mkpụrụokwu** |
| a | anyụ | e | echiche |
| ị | ịzaga | i | ikuku |
| ọ | ọkwụrụ | o | omume |
| ụ | ụzịza | u | ukwe |

Ihe ọmụmaatụ ndị ahụ e deputara n’elu bụ iji gosi ma kọwapụtakwa otu ndakọrịta ụdaume si arụ ọrụ n’asụsụ Igbo. Mana, a na-enwekwa ndagharị ụdaume, ma ọ bụrụ na mkpụrụedemede si **n’otu ‘A’** (Ụdamfe) na mkpụrụedemede si **n’otu ‘E’** (Ụdaarọ) bịakọta ọnụ n’okwu maọbụ na mkpụrụokwu n’asụsụ Igbo. Iji maa atụ:

**aworọ**, **ejula**, **aro**, **akụpe**, **oruma**.

Dị ka Emenanjo siri kọwaa, e nwere ihe osise banyere Ndakọrịta ụdaume. Ihe osise ahụ bụ nke a na-esota ugbua.

## ESERESE MAKA NDAKỌRỊTA ỤDAUME (CHAATỊ NDAKỌRỊTA ỤDAUME)




E wepụtara ihe osise ndakọrịta ụdaume ijiri mee ka nkọwa a na-eme banyere ndakọrịta ụdaume doo anya nke ọma. Ọ bụkwa na mkpụrụedemede ụdaume asatọ ahụ ka ihe osise ndakọrịta ụdaume (chaatị ndakọrịta ụdaume) gbadoro ụkwụ. N'ime ihe eserese ahụ, a rụtụkwara aka ma goipụtakwa nke ọma ọnọdụ e nyere ụdaume mfe (ụdamfe) na ụdaume arọ (ụdaarọ) na kwa otu ha si arụ ọrụ na kwa mpaghara ebe ha na-anọ na mkpọpụta ha.

## MKPỤRỤEDEMEDE MGBOCHIUME (CONSONANTS)

Mkpụrụedemede mgbochiume sokwuazị na mkpurụedemede e nwere n’asụsụ Igbo. Ha sokwa n‘ime mkpụrụedemede iriatọ na isii e nwere n’asụsụ Igbo. Ọ bụ otu ahụ e siri nwee ụdaume ka e sikwuazị nwee mgbochiume na mkpurụedemede asụsụ Igbo. Mkpurụedemede Mgbochiume bụ mkpurụedemede ndị ahụ ọ na-abụ a na-akpọputa ha, ha anaghị enwe ụda otu ahụ mkpurụedemede ụdaume si enwe ụda ma a na-akpọpụta ha. Mgbe ọbụla a na-akpọpụta mkpurụedemede mgbochiume, nkuume anaghị agacha werewere dị ka o si aga na mkpọpụta ụdaume. Ọ na-adị ka ọnụ ọ na-emechi emechi ma a na-akpọputa mkpụrụedemede mgbochiume. Mgbụrụedemede mgbochiume e nwere n’asụsụ Igbo dị iriabụọ na asatọ. Ọ bụ naanị **‘ń’** na-ebu ntụpọ n’ime mkpurụedemede mgbochiume niile e nwere. E wezụga ‘ń’, mkpụrụedemede mgbochiume ndị ọzọ e nwere anaghị ebu ntụpọ, maọbụ n’elu, maọbụ n’ala. Ọ bụkwa n’ime mkpụrụedemede mgbochiume ka e si enweta mkpụrụedemede ndị gbara mkpị na mkpụrụedemede asụsụ Igbo. Mkpurụedemede mgbochiume ndị ahụ e nwere n’asụsụ Igbo bụ ndị a:

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| **b** | **ch** | **d** | **f** | **g** | **gb** | **gh** |
| **gw** | **h** | **j** | **k** | **kp** | **kw** | **l** |
| **m** | **n** | **ń** | **nw** | **ny** | **p** | **r** |
| **s** | **sh** | **t** | **v** | **w** | **y** | **z** |

Mkpụrụedemede mgbochiume ndị ahụ e depụtara n’elu bụ obere mkpurụedemede mgbochiume. A ga-edepụtakwuazị ha na nnukwu mkpụrụedemede. Ha bụ ndị a na nnukwu mkpurụedemede:

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| **B** | **CH** | **D** | **F** | **G** | **GB** | **GH** | **GW** | **H** |
| **J** | **K** | **KP** | **KW** | **L** | **M** | **N** | **Ñ** | **NW** |
| **NY** | **P** | **R** | **S** | **SH** | **T** | **V** | **W** | **Y** |
| **Z** | | | | | | | | |

Mkpụrụedemede mgbochiume na-enyere aka n’idepụta mkpurụokwu n’asụsụ Igbo. Ọ bụkwa n’ime mkpụrụokwu ka mkpurụedemede mgbochiume na-anọ. A chọpụtakwara site na nnyocha na mgbochiume anaghị anọ na mmechi mkpụrụokwu dị ka ụdaume, mana o nwere ike ịnọ na mbido mkpụrụokwu maọbụ n’etiti mkpụrụokwu. Mkpurụedemede mgbochiume enweghịkwa ike ịkwụrụ onwe ya n’okwu maọbụ n’ahịrịokwu dị ka nnochịaha, mana mkpụrụedemede ụdaume nwere ike ịkwụrụ onwe ya dị ka nnọchiaha n’okwu maọbụ n’ahịrịokwu. Mkpurụedemede mgbochiume bara nnukwu uru n’asụsụ Igbo n’ihi na o so were mee ka okwu Igbo na mkpurụokwu Igbo zuo oke na nghọta.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE MBỤ

1. Mkpụrụedemede abịdịị Igbo ha dị ole? Depụta ha na nnukwu mkpụrụedemede na kwa obere mkpụrụedemede.
2. Gịnị bụ ụdaume?

3. Mkpụrụedemede ole mejupụtara ụdaume n’asụsụ Igbo?

4. Otu ole dị n’ụdaume?

5. Mkpụrụedemede ụdaume ha so na mkpụrụedemede ọtọgrafị Ọnwụ?

6. Kedụ ihe kpatara e ji akpọ ụfọdụ mkpụrụedemede abịdịị ọgbaraọhụrụ ụdaume?

7. Were mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ e nwere were mee mkpụrụokwu n’otu n’otu.

8. Ụdaume mfe na ụdaume arọ, ha bụ otu?

9. Depụta mkpụrụedemede ụdaume na kwa ụdaume arọ n’otu n’otu.

10. Depụta ụdịrị ụdaume e nwere n’asụsụ Igbo?

11. Kọwaa nke ọma ihe bụ ụdaume ihu ọnụ na ụdaume azụ ọnụ. were ihe ọmụmaatụ were chọọ mkọwa gị mma nke ọma.

12 Gịnị bụ ụdamkpị n’ụtọasụsụ Igbo?

# NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ABỤỌ
# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
# ỤDAMKPỊ *(DIPHTHONG)*

Asụsụ Igbo bụ asụsụ nwere ụdamkpị. Ụdamkpị bụ njekọ ọnụ mkpụrụedemede na-ejekọ n’okwu iji were mee ka ụda okwu ndị ahụ pụta ìhè ma zuokwa oke nke ọma dị ka e siri chọọ na kwa ka e siri tụọ anya n’okwu ahụ. Ọ ga-adịkwa mma ka anyị ghọta na ọ bụ site na mkpụrụedemede ụdaume ka e si enweta ụdamkpị n’asụsụ Igbo. Mkpụrụedemede mgbochiume jekọọ ọnụ, ọ ghọrọ ihe ọzọ. Ọ gaghị abụ ụdamkpị. Mana mkpụrụedemede ụdaume jekọọ ọnụ, ụda njekọ ọnụ ahụ ọ ga-enye anyị bụ ụdamkpị. O kwesịkwara ka anyị ghọta na mkpụrụedemede ụdaume ọbụla nwere nke ọ na-adabara ya na ibe ya. Ọ bụ site na mkpụrụokwu ka e si amata mkpụrụedemede ụdaume nọkọrọ ọnụ, iji were wepụta ụda okwu ha nọ n’ime ha.

Nchọpụta banyere ụdamkpị na-egosipụta na e nwere mkpụrụedemede ụdaume ndị nke bụ na naanị na ngwụcha mkpụrụokwu ha nọ n’ime ya ka ha na-akwụ. Ha na-esota mkpụrụedemede ụdaume ndị ọzọ n’azụ n’ụdamkpị. Ọ bụghị mkpụrụedemede ụdaume ndị ọzọ na-esota ha. Mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ bụ ndị a:

| | | | |
|---|---|---|---|
| **Ị** | **U** | **I** | **Ụ** |

E nweghị mkpụrụokwu nwere ụdamkpị na-enwe mkpụrụedemede ụdaume ndị a dị ka

mkpụrụedemede ụdaume ikpeazụ. Mana mkpụrụedemede ụdaume ndị na-anọ n'azụ mkpụrụokwu nwere ụdamkpị bụ ndị a:

| | | | |
|---|---|---|---|
| **a** | **o** | **e** | **ọ** |

Mkpụrụedemede ụdaume ndị a e depụtara bụ ha na-esota ndị ahụ e bu ụzọ depụta, n'azụ okwu ọbụla nwere ụdamkpị. A maara ha **a, o, e, ọ** dị ka ụdaume ndị na-anọ na mpụta na mkpụrụokwu nwere ụdamkpị. Ha abụghị ụdaume ndị na-anọ n'ime okwu nwere ụdaume. Ndị a maara dị ka ụdaume na-anọ n'ime okwu nwere ụdamkpị bụ ndị a: **Ị, U, I, Ụ Ọ** bụ ha na-anọ n'ime ụdamkpị mkpụrụedemede ụdaume **a, ọ, e, o** na-anọdebe ha.

A ga-edepụtazị ụdamkpị ndị e nwere n'asụsụ Igbo. Ha bụ ndị a:

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| **ụọ** | **io** | **ie** | **Uo** | **ịọ** | **ịa** |

Okwu ndị a e depụtara e si na ha enweta ụdamkpị dị isii n'ọnụọgụ. A ga-eji ha mee mkpụrụokwu n'otu n'otu iji were zipụta nke ọma ihe a na-akọwa maka ha. Lee ịmaatụ ndị a:

**ỤDAMKPỊ**

| **Ụdamkpị** | **Mkpụrụokwu** | **Ahịrịokwu e jiri ya mee** |
|---|---|---|
| **uo** | Tigbuo | Tigbuo ijiji ahụ |
| **io** | Hio | Achọghị m ka i hio ya |

| | | |
|---|---|---|
| | | ụkwara ahụ. |
| **ie** | Mer<u>ie</u> | E kwekwala ka ha mer<u>ie</u> gị n'okwu ahụ. |
| **ụọ** | Kp<u>ụọ</u>rọ | Nweke gwara ya ka ọ kp<u>ụọ</u>rọ ya aja na be ya. |
| **ịọ** | H<u>ịọ</u>chapụ | E kwukwala ihe a ga-eji h<u>ịọ</u>chapụ gị ọnụ. |
| **ịa** | P<u>ịa</u>ra | Nwata ahụ gwara nna ya ka ọ p<u>ịa</u>ra ya akụ. |

E jicha mkpụrụokwu ebe ụdamkpị putara ìhè were mee ahịrịokwu iji were gosipụta ọnọdụ ụdamkpị na mkpụrụokwu na kwa ka o si arụ ọrụ n'ahịrịokwu.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ
## UDANGE (MONOPHTHONG)

Ụdange bụkwa ụdịrị ụdaume a ga-eleba anya n'akwụkwọ a. Akwụkwọ a akọwaala nke ọma ihe bụ ụdamkpị. Ọ ga-abụkwa ihe magburu onwe ya na mma ma ọ bụrụ na ị nwekwaa mmụta zuru oke banyere ụdange. Ụdange bụ mkpụrụedemede ụdaume ọ bụ naanị ya na-ewepụta ụda e nwere n'okwu. Ụdaume na-emebe ụdange anaghị achọ ụdaume ga-enyere ya aka iji were zipụta ụda n'okwu ọbụla ọ dị na ya.

N'ụdamkpị a na-enwe mkpụrụedemede ụdaume ndị na-ejekọ ọnụ iji were wepụta ụda a chọrọ. Mana, ụdange bụ nke ụdaume ya na-eji aka ya ewepụta ụda zuru oke n'okwu ọ nọ na ya ma mekwaa ka nkọwa okwu ahụ pụta ìhè nke ọma dị ka e siri chọọ ya.

A makwaara ụdange dị ka ụdaume dị nkenke. Ọ naghị abụ ụdaume ogologo. Mkpọpụta ụdamkpị na-adị ogologo karịa mkpọpụta ụdange. Ọ bụghị ụdịrị ndọtị a na-enwe ma a na-akpọpụta ụdamkpị ka a na-enwe ma a na-akpọpụta ụdange. Ọ bụ eziokwu na ọ bụ mkpụrụedemede ụdaume na-emebe ụdamkpị na ụdange mana ọ bụrụ na ị na-akpọpụta mkpụrụokwu maọbụ okwu nwere ụdame, gee onwe gị ntị ka ị mata ụdịrị ụda ụdaume mkpụrụokwu ahụ, nwere. A ga-edepụta ihe ịmaatụ ụfọdụ iji were mee ka ihe a na-akọwa banyere ụdange doo anya nke ọma. Lee ihe ọmụmaatụ ndị a:

## ỤDANGE

| S/n | Mkpụrụokwu | Ahịrịokwu e jiri ya mee |
|---|---|---|
| 1. | Chọọ | Soro ha chọọ ego ahụ |
| 2. | Meere | Onye meere m ihe m na-achọ |
| 3. | Kpọọrọ | Amaka kpọọrọ nwanne ya |
| 4. | Dọọ | Gwa ya ka ọ dọọ ya aka na ntị. |
| 5. | Mgbaaka | Nne m nwere ọmarịcha mgbaaka. |
| 6. | Kpeenu | Kpeenụ ya n'aka onye nkuzi unu. |
| 7. | Mịịrị | Nwoke ahụ bụ mịịrị ego m. |
| 8. | Kweere | Emeka kweere ya ọnya. |
| 9. | Chaa | Kuru nwa ahụ chaa n'ụzọ. |

Ihe ịmaatụ ndịa e depụtara bụ iji kọwaa nke ọma ihe akwụkwọ a na-akụzi banyere ụdange *(short vowels)*. O kwesịkwara ka anyị ghọta na ụdamkpị na ụdange, na ha abụọ bụ nwanne na nwanne otu ụdịrị afe *(uwe)*.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ABỤỌ

1. Dee ma kọwaa ihe bụ ụdamkpị.
2. Were ihe ọmụmaatụ iri gosipụta nkọwa ụdamkpị
3. Ọ bụ mkpụrụedemede ụdaume niile na-emebe ụdamkpị?.
4. Depụta ahịrịokwu iri na-ezipụta ụdamkpị.
5. Gịnị bụ ụdange?
6. Ụdange na ụdamkpị, ha bụ otu?
7. Were ahịrịokwu iri gosipụta ebe ụdange na-arụ ọrụ n'asụsụ Igbo.

8. Dee ma kọwaa otu ụdamkpị na ụdange si were gbadosie ọkpa ike n'ụdaume.

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ATỌ**
**ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ**
**NDAGBA MYIRIỤDAUME**

N'asụsụ Igbo, ọ bụ naanị mkpụrụedemede abụọ na-arụ ọrụ dị ka myiriụdaume. Mkpurụedemede ndị ahụ bụ **M** na **N.** Mkpụrụedemede abụọ a, **M** na **N**, na-arụ ọrụ dị ka myiriụdaume ma ọ bụrụ na ha enwee ụda na mkpụrụokwu ha nọ n'ime ya. Ndagba myiriụdaume bụ usoro a na-agbaso ma a na-edekọta nke ọbụla na mkpụrụedemede abụọ a, na mkpụrụedemede mgbochiume ndị ọzọ, ọnụ. Nke ọbụla n'ime ha (**M** na **N**) nwere mkpụrụedemede mgbochiume ndị a na-edekọ ha na ya ọnụ nke ga-eme ka nsụpe mkpụrụokwu ha nọ na ya nwee ezigbo nghọta, ma kwụrụkwa chịm.

E nwere mkpụrụedemede mgbochiume iri abụọ na-asatọ. Nke ọbụla n'ime ha nwere myiriụdaume ọ na-adabara ya na ya. Ọ bụrụ na a hapụ idekọta ya na nke ahụ ọ na-adabara ha abụọ, ọnụ were dekọọ ya na ọzọ, ọ bụrụ na a daala iwu nsụpe nke ga-eme ka a ghara inwekwa usoro ndagba myiriụdaume na mkpụrụokwu ahụ.

A ga-edepụta Myiriụdaume **M** na **N**, na mkpụrụedemede mgbochiume ndị a na-edekọ ya na nke ọbụla n'ime ha. Tupu e mee nke a, a ga-edepụta mkpụrụedemede mgbochiume ndị ahụ e nwere n'asụsụ Igbo. Ha bụ ndị a:

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| **B** | **CH** | **D** | **F** | **G** | **GB** | **GH** |
| **GW** | **H** | **J** | **K** | **KP** | **KW** | **L** |

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| **M** | **N** | **Ń** | **NW** | **NY** | **P** | **R** |
| **S** | **SH** | **T** | **V** | **W** | **Y** | **Z** |

Ọ bụ site na mkpụrụedemede mgbochiume ndị ahụ e depụtara n'elu ka a ga-esizi gosipụta nke ọ na-adabara ya na **M** maọbụ **N** na nsupe mkpụrụokwu.

A. **M** na mkpụrụedemede mgbochiume ndị a n-edekọ ha na ya:

| **Mkpụrụedemede Myiriụdaume M** | | **Mkpụrụedemede Mgbochiume a na-edekọ ya na ha** | **Mkpụrụokwu e ji ha were mebe, tinyekwara iwu nsụpe ha.** |
|---|---|---|---|
| I | m | b | mba, mbido, mberede, mbụrụ |
| ii | m | f | mfepụ, mfado, mfe, mfọtu |
| iii | m | gb | mgbọ, mgbede, mgbaaka, mgbada |
| iv | m | kp | mkpi, Mkpuchi, mkpa, mkpụrụ |
| V | m | p | mpio, mpụta, |
| vi | m | v | mvụ, mvọcha, mvọrọ, mvọ |
| vii | m | w | mwuli, mwetu, mwakpo, mwute, mwachi |
| viii | m | m | mmanụ, mmọnwụ, mmịmị, mmaekwu, mmaịị, mmụta |
| ix | m | y | myipụ, myọcha, myọ, |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | | | myọtu, myiri, myepụ |

**B.** **N** na mkpụrụedemede mgbochiume ndị a na-edekọ ha na ya:

| **Mkpụrụedemede Myiriụdaume <u>N</u>** | | **Mkpụrụedemede Mgbochiume a na-edekọ ya na ha** | **Mkpụrụokwu e ji ha were mebe, tinyekwara iwu nsụpe ha.** |
|---|---|---|---|
| i | N | ch | ncha, nchụpụ, ncheta, nchịkọta, nchara, nchedo |
| ii | N | d | ndapụ, nde, nduri, ndụmọdụ, ndị |
| iii | N | g | ngụpụ, nga, ngụdo, nge, ngụgụ, ngechi |
| iv | N | gh | nghọgbu, nghọta, nghangha, ngwuru |
| v | N | gw | ngwọta, ngwupụta, ngwọngwọ, ngwuru |
| vi | N | h | nhachi, nhịahụ, nhagide, nhatanha |
| vii | n | j | nje, nja, njem, njinji, njali |
| viii | n | k | nkiri, nka, nkebi, nkatọ, nkụ |
| ix | n | kw | nkwa, nkwụ, nkwe, nkwatu, nkwado |
| x | n | l | nloda, nlụchi, nletu, nlọta, nlọghachi |
| xi | n | n | nnapụta, nnụnụ, nne, nnupu, nnanna |
| xii | n | ń | nńụchapụ, nńụrị, nńọmi |

| | | | |
|---|---|---|---|
| xiii | n | nw | nnwale, nnwụpụ, nnweta, nnwa, nnwude |
| xiv | n | ny | nnyegbu, nnyapụ, nnyocha, nnyịpụ |
| xv | n | r | nregbu, nrọ, nricha, nrọgbu, nrudata, nrecha |
| xvi | n | s | nsụcha, nsọ, nseli, nsọpụrụ, nsụchi |
| xvii | n | sh | nshapụ, nshịsha, nshansha, nshịkọ |
| xviii | n | t | nta, ntụtụ, ntọgbu, ntakịrị, ntị, ntetọ |
| Xix | n | z | nzube, nzipụ, nzọda, nzọ, nza, nzakọ, nzọchi |

**IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ATỌ**

1. Kọwaa ihe bụ ndagba myiriụdaume.
2. Kedụ otu *ndagba myiriụdaume* si were dị iche na *myiriụdaume*?
3. Depụta ma kọwaa otu ihe ọmụmụ ndagba myiriụdaume siri baa ezigbo uru n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo.
4. Were ihe ọmụmaatụ iri were kọwaa otu ***M*** si arụ ọrụ na ndagba myiriụdaume. E dekwala ndị dị n'akwụkwọ a.
5. Mkpụrụedemede ụdaume ha na-arụ ọrụ na ndagba myiriụdaume? Kọwaa azịza gị nke ọma?

6. Kedụ ihe kpatara e ji akpọ mkpụrụedemede mgbochiume ụfọdụ myiriụdaume?

7. Were ihe ọmụmaatụ iri kọwaa otu **<u>N</u>** si arụ ọrụ na ndagba myiriụdaume.

8. Depụta mkpụrụedemede ndị ha na myiriụdaume na-arụkọ ọrụ n'ihe ọmụmụ myiriụdaume.

9. Were mkpụrụedemede ndị a na-esota mee mkpụrụokwu n'otu n'otu dị ka o siri kwesị ịdị n'usoro ndagba myiriụdaume:

| | | | |
|---|---|---|---|
| (i) | sh | (vi) | nw |
| (ii) | r | (vii) | f |
| (iii) | v | (viii) | ny |
| (iv) | s | (ix) | l |
| (v) | w | (x) | n |

A kọpịkwala ndị dị n'akwụkwọ a. Depụta ndị nke gị.

10. E nwere ndagba ụdaume na ndagba mgbochiume? Kọwaa onwe gị nke ọma.

# NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ANỌ
# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
# OLILO ỤDAUME

Olilo ụdaume bụkwa otu n'ime mpaghara ihe ọmụmụ banyere ụdaume nke a ga-eleba anya na ya n'ime akwụkwọ a. Olilo ụdaume n'ụtọasụsụ Igbo bụ mgbanwe ụda mkpụrụedemede ụdaume nke na-ebute ndakpu ụda mkpụrụedemede ụdaume a gbanworo ma wepụtakwa ndalite ụda mkpụrụedemede ụdaume gbanworo ya site n'iwelite ya elu karịa ụda nke ọ gbanworo, ma ọ bụrụ na okwu na okwu, mkpụrụokwu na mkpụrụokwu, nkejiokwu na nkejiokwu jekọtara maọbụ nọkọọ. N'asụsụ Igbo, ụda mkpụrụedemede ụdaume e loro na-atụgharị ma ghọrọkwa **ụda** mkpụrụedemede ụdaume loro ya. N'ihi nke a, ọ bụ mgbe mkpụrụedemede ụdaume kpe azụ na mkpụrụokwu, n'okwu maọbụ na nkejiokwu kwụụrụ onwe ya na ụda mkpụrụedemede ụdaume bu ụzọ na mkpụrụokwu, n'okwu maọbụ na nkejiokwu kwụụrụ onwe ya, jekọtara ọnụ ka a na-enweta olilo ụdaume n'asụsụ Igbo. N'ihi na n'ime njekọrịta ọnụ ha ahụ, ụda otu n'ime mkpụrụedemede ụdaume abụo ahụ, ga-aka ibe ya. Ọ bụ mkpụrụedemede ụdaume nke ụda ya karịrị na-elo ụda mkpụrụedemede ụdaume ahụ ha abụọ jekọrọ. Ọ bụ oge nke a mere ka e ji enwe **Olilo Ụdaume.**

Ọ bụrụ na a kpọpụta mkpụrụokwu maọbụ okwu abụọ ahụ jekọrọ ọnụ, ndị nke e si na ha nwee Olilo Ụdaume, ọ bụ ụda mkpụrụedemede ụdaume nke ahụ loro ibe ya ka a ga-akara na-anụ karịa nke ọzọ o loro. Ọ ga na-adapụta nke ọma n'ụda mana ụda nke ahụ o loro ga na-ada n'ime n'ime. Ọ bụrụ na i geghị ntị

nke ọma ị gaghị achọpụta. Ọnọdụ dị otu a na-apụta ìhè **n’ụda** na kwa **ndepụta ụda** mkpụrụedemede ahụ loro ibe ya. Nke ahụ o loro ga-akwụpụtazị n’ụdịrị ọnọdụ nke loro ibe ya. N’ezie, olilo ụdaume na-apụta ìhè nke ọma ma ọ bụrụ na mkpụrụedemede ụdaume na mkpụrụedemede zukọọ, jekọọ ma hụkọrịtakwa onwe ha.

Na mkpụrụokwu maọbụ okwu abụọ kwụụrụ onwe ha, bụ ndị nke e si na ha nwee olilo Ụdaume, ụda mkpụrụedemede ụdaume e loro, na-agbanwe ọnọdụ ya, ụda ya na ọdịdị ya were ghọrọ ụda na ọdịdị mkpụrụedemede ụdaume loro ya. A ga-ewepụta ihe ọmụmaatụ ụfọdụ iji were mee ka nkọwa ihe ọmụmụ a banyere OLILO ỤDAUME doo gị anya nke ọma. Ngwa, lee ihe ịmaatụ ndị a:

| **Mkpụrụokwu abụọ mkpụrụedemede Ụdaume ha (Nke kpe azụ na nke bu ụzọ) Jekọtara** | | **Olilo Ụdaume** |
|---|---|---|
| i | Ama + **U**che | Amuuche |
| iii | Ah**ụ** + **I**ke | Ahiike |
| iii | Ọkpa + **E**kwe | Ọkpeekwe |
| iv | Ọch**ọ** + **U**do | Ọchuudo |
| v | Ọh**a** + **E**me | Ọheeme |
| vi | Nw**a** + **Ụ**ka | Nwụụka |
| vii | Ez**e** + **I**ke | Eziike |

I lee anya na mkpụrụokwu maọbụ okwu ndị ahụ e depụtachara n’akpati ahụ dị n’elu, ị ga-ahụ na ụda mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ kpee azụ na mkpụrụokwu ndị ahụ nọcha n’azụ, loro

mkpụrụedemede ụdaume mkpụrụokwu ndị ahụ bucha ụzọ, ma gbanwee ụda ha. Ọ bụzị na mkpụrụokwu maọbụ okwu ndị ahụ e si n’ijikọta ha ọnụ were nweta ka **olilo Ụdaume** pụtara ìhè. Ọ bụ mkpụrụredemede ụdaume ndị ahụ a kara ihe n’okpuru ka ụda ha loro ụda mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ ha bu ụzọ na mkpụrụokwu maọbụ n’okwu ha dị na ya.

E nwere **OLILO ỤDAUME** dị iche iche. Akwụkwọ a ga-amalite lebawa ha anya n’otu n’otu iji were zipụta ma wepụtakwa nkọwa ha dị ka o siri were kwesị.

## A. OLILO MMAKỌ (COALESCENT ASSIMILATION)

Ụdịrị Olilo Ụdaume nke a ga-ebu ụzọ leba anya n’akwụkwọ a bụ **Olilo Mmakọ**. Olilo mmakọ bụkwa ụdịrị olilo ụdaume nke a na-enwetakwa site na mkpọpụta okwu ọsọ ọsọ n’asụsụ Igbo. Matakwa na ọtụtụ olilo ụdaume a na-enweta n’asụsụ Igbo na-apụtakanarị ìhè site n’ịkpọpụta okwu ngwa ngwa. Olilo Mmakọ bụkwa olilo na-emetụta mkpụrụokwu abụọ maọbụ karịa n’asụsụ Igbo. Ọ bụ ụdịrị olilo ụdaume nke mkpụrụedemede ụdaume na-ahapụ ọnọdụ ya n’okwu were danaa n’okwu ọzọ. Ụdịrị ọnọdụ dị otu a na-apụtakanarị ìhè ma ọ bụrụ na onye na-akpọpụta okwu ndị ahụ, na-ekwu ha ọsịịsọ. Mkpụrụedemede ụdaume na-ahapụ mkpụrụokwu ọ nọ na ya, ga nọnyere ụdaume ọzọ nọ na mkpụrụokwu ọzọ ha abụọ nọdebere. A na-enwekwa mgbanwe ụda mkpụrụedemede ụdaume n’azụ mkpụrụokwu **Olilo Mmakọ** pụtara ìhè na ya. Ihe ọmụmaatụ banyere **Olilo Mmakọ** bụ ndị a na-esota:

| | Okwu Igbo | Njekọ Ọnụ | Olilo Mmakọ |
|---|---|---|---|
| i | ụda ya | ụda + ya | ụdị a |
| iii | ego ya | ego + ya | egi e |
| iii | ọnụ ya | ọnụ + ya | ọnị a |
| iv | oche ya | oche + ya | ochi e |
| v | ije ya | ije + ya | iji e |
| vi | mkpa ya | mkpa + ya | mkpị a |
| vii | nwanne ya | nwanne + ya | nwanni e |
| viii | anya ya | anya + ya | anyị a |
| ix | uche ya | uche + ya | uchi e |
| x | akwa ya | akwa + ya | akwị a |

Ihe ọmụmaaatụ niile ndị ahụ niile e depụtara bụcha ihe ịmaatụ ndị e jiri were kọwaa **OLILO MMAKỌ** dị ka otu n'ime ụdịrị olilo ụdaume e nwere.

## OLILO MMAKỌ N'AHỊRỊOKWU

A kọwaala **Olilo Mmakọ** ma werekwa mkpurụokwu ọmụmaatụ dịgasị iche iche were chọọ nkọwa ya mma. Ọ bụkwa ihe dị mma ka e mee ka ị mata na ọ bụghị naanị na mkpụrụokwu ka olilo mmakọ na-apụta ìhè. A na-enwetakwuazị **Olilo Mmakọ** n'ahịrịokwu ma ọ bụrụ na i wetuo anya ala ma gee onwe gị ntị nke ọma. N'ezie, ndị Igbo kwuru okwu were sị na ọ bụ onye tọọ ntị n'ala, ọ nụ ugheri danda, maka onye leruo anya ala nke ọma, ọ hụ ụba ọkpa ọkụkọ. A na-enweta olilo mmakọ n'ahịrịokwu site n'ụda okwu ị na-akpọpụta maọbụ ị na-ekwupụta ọsịịsọ, na-enye gị. A na-enwe olilo ụda nke na-egosipụta onwe ya kpọmkwem na mkpurụokwu ụdaume dị na

ngwụcha mkpụrụokwu kpe azụ. Mgbanwe ụda na kwa mgbanwe ọdịdị mkpụrụedemede ụdaume na-ewerekwa ọnọdụ ma a na-ezipụata **Olilo Mmakọ** n'ahịrịokwu.

N'ezie, ihe ọmụmaatụ ga-enyere aka n'iwetaru n'isi nkọwa ihe ọmụmụ a na-ekwu maka ya. A ga-ewepụta ihe ịmaatụ ụfọdụ maka nkọwa Olilo Mmakọ n'ahịrịokwu.

Lee ọmụmaatụ ndị a:

| **Ahịrịokwu** | | **Olilo Mmakọ N'ahịrịokwu** |
|---|---|---|
| I | Anyị hụrụ ya | Anyị hụrị a |
| iii | O kwuru maka ya | O kwuru makị a |
| iii | Egondụ chịnyere gị ya | Egondụ chịnyere gị a |
| iv | Ha mere arụ na be ya | Ha mere arụ na bi e |
| V | Ọnụ ego ya gbagoro nnukwu | Ọnụ egi e gbagoro nnukwu |

Ihe ọmụmaatụ ndị ahụ niile e depụtara n'elu bụ iji were nyere gị aka n'ihe ọmụmụ gị banyere Olilo Mmakọ dị ka o siri dị n'ahịrịokwu. Chepụtazịa ọtụtụ ihe ọmụmaatụ ndị ọzọ banyere ya.

O kwesịkwara ka a mata nke ọma na ọ bụ mgbe a na-akpọpụta okwu maọbụ ahịrịokwu nwere **olilo mmakọ**, ka **olilo mmakọ** na-apụta ìhè site n'ụda okwu ahụ maọbụ n'ahịrịokwu ahụ a na-akpọpụta. Ọ bụ site n'odide a na-ede ya maọbụ ndepụta ụdịrị okwu ahụ ka e si egosipụta otu **olilo mmakọ** siri nọrọ n'okwu maọbụ n'ahịrịokwu ma na-ahụtakwa ka o si arụ ọrụ n'okwu

maọbụ n’ahịrịokwu ọ dabanyere na ya. Ihe ọmụmaatụ ndị ahụ e deputachara n’elu bụ ọnọdụ ụda olilo mmakọ n’ahịrịokwu.

## B. OLILO AZỤ (OLILO NLOCHA KEAZỤ) – REGRESSIVE ASSIMILATION

Ụdịrị olilo ụdaume ọzọ akwụkwọ a ga-eleba anya bụ **Olilo Azụ** *(Regressive Assimilation)* N’asụsụ Igbo, ebe olilo ụdaume kacha agba ka mkpụrụ ọkpa bụ **n’Olilo Azụ**. Ihe okwu a na-akọwa bụ na **Olilo Azụ na-apụta** ìhè nke ọma n’asụsụ Igbo. Olilo Azụ bụkwa ụdịrị olilo ụdaume a ga-asị na o zuru asụsụ Igbo ọnụ. Ọ bụrụ na e kwuwe maka olilo ụdaume, e kwuteghị maka Olilo Azụ, a ga-amata ozigbo na onye ahụ na-akọ akụkọ ifo ahapụla ịkpọta mbe ogbuefi, aha.

Olilo Azụ bụ ụdịrị olilo ụdaume nke na-apụtakanarị ihe ma ọ bụrụ na ụda mkpụrụedemede ụdaume dị na mkpụrụokwu eloo ụda mkpụrụedemede ụdaume ha abụọ nọdebere, nke ọ na-esota. Ọ bụrụ na mkpụrụedemede ụdaume jekọọ ọnụ n’okwu Igbo, okwu ndị ahụ na-enwe olilo ụdaume azụ ma ọ bụrụ na ụda na mkpụrụedemede ụdaume dị na mkpụrụokwu, nke nọ n’azụ atụgharịa were loo ụda mkpụrụedemede ụdaume, nke ọ na-esota. Ọnọdụ dị otu a na-eweta mgbanwe n’ụda na kwa ọdịdị mkpụrụedemede ụdaume loro ibe ya, na kwa mkpụrụedemede ụdaume e loro.

N’asụsụ Igbo, Olilo Azụ kacha apụta ìhè na mkpụrụokwu maọbụ n’okwu Igbo dịgasị iche iche e nwere n’asụsụ Igbo. A ga-ewepụta ụfọdụ ihe ịmaatụ iji were kọwaa **Olilo Azụ**. Ihe ọmụmaatụ ndị ahụ bụ ndị a na-esota:

| Okwu Igbo | | Olilo Azụ |
|---|---|---|
| i | Nwa + **I**be | Nwiibe |
| iii | Mgbe + **A**fọ | Mgbaafọ |
| iii | Ego + **Ọ**kụ | Egookụ |
| iv | Ama + **I**doro | Amiidoro |
| v | Ụda + **E**gwu | Udeegwu |
| vi | Anya + **E**le | Anyeele |
| vii | Igwe + **O**kwu | Igweeokwu |
| viii | Nka + **I**je | Nkiije |
| ix | Ome + **I**re | Omiire |

Mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ a kachara ihe n'okpuru n'okwu ndị ahụ e depụtachara n'akpati ihe osise ahụ dị n'elu bụ ha jicha ụda ha na ọdịdị ha were lochaa ụda na ọdịdị mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ nọcha ha n'azụ. Ọ bụ site n'agwa ahụ mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ a kachara ihe n'okpuru kpara, kpatara okwu ndị ahụ jiri nwee **OLILO AZỤ** Werezịa aka gị chepụta ma depụtakwa ihe ọmụmaatụ ndị ọzọ ga n'olilo nlocha keazụ.

## CH. OLILO IHU (OLILO NLOCHA KEIHU) – (PROGRESSIVE ASSIMILATION)

Ụdịrị olilo ụdaume ọzọ a ga-elebakwa anya bụ Olilo Ihu. Nnyocha e merela na-egosipụta na e nwere **Olilo Ihu** n'asụsụ Igbo. Dị ka e siri kọwapụta na mbụ, olilo ụdaume ndị a na-apụtakanarị ìhè n'okwu ma ọ bụrụ na anyị egee onwe anyị ntị nke ọma ma na-enwekwa ntụle n'ụda okwu anyị na-ekwu. Ọ bụ

eziokwu na Olilo Azụ bụ olilo ụdaume kacha apụta ìhè n'asụsụ Igbo, mana e nwekwuazịrị **Olilo Ihu.**

**Olilo Ihu** bụ ụdịrị olilo ụdaume nke a na-enweta ma ọ bụrụ na mkpụrụedemede ụdaume nọdebe onwe ha n'okwu Igbo. Ụdịrị olilo a bụ **Olilo Ihu** na-apụta ìhè ma ọ bụrụ na mkpụrụọkwu abụọ nwechara mkpụrụedemede ụdaume na ngwụcha mkpụrụokwu bu ụzọ na mmalite mkpụrụokwu na-esota, ejekọọ ọnụ. a na-enweta olilo ụdaume keihu (olilo ihu) ma ọ bụrụ na mkpụrụedemede ụdaume bu ụzọ ewere ọnọdụ ya, ọdịdị ya na ụda ya were gbanwee ọnọdụ, ụdịdị na ụda ụdaume na-esota ya. N'olilo ihu, mkpụrụedemede ụdaume bu ụzọ na-anọchite anya mkpụrụedemede ụdaume na-esota ya, n'ụdị ụda na ọdịdị ya. Ụdaume ahụ na-esota nke bu ụzọ na-ahapụzị ọnọdụ ya were gbasowezịa ọnọdụ ụdaume nke bu ụzọ. Ọmụmaatụ banyere olilo ihu bụ ndị a:

| **Okwu Igbo** | | **Olilo Ihu** |
|---|---|---|
| i | ehi a | ehi i |
| iii | egbe a | egbe e |
| iii | ntu a | ntu u |
| iv | onye a | onye e |
| v | egwu a | egwu u |
| vi | oge a | oge e |
| vii | eku a | eku u |
| viii | oge a | oge e |

Olilo Ihu na-apụtakanarị ìhè n'asụsụ Igbo na mkpọpụta okwu. Ọ bụ oge a na-ekwu okwu ka a na-enwetakanarị ha dị ka o siri

dị n’ihe nsepụta ahụ dị n’elu. Ndị Igbo tụrụ ilu were sị na ọ na-abụ onye tọọ ntị n’ala nke ọma ọ nụ ụya agbịsị. Ọ bụ e wetuo anya ala nke ọma ka e ji achọpụta olilo ndị a niile e nwegachara n’asụsụ Igbo. Werezịa aka gị chọpụta ọmụmaatụ ndị ọzọ e nwegachara n’olilo ụdaume ndị ahụ niile e nwere n’asụsụ Igbo. Matakwa na Olilo ụdaume niile a na-enwe n’asụsụ Igbo bụ n’ụda okwu ka a na-amata ha, ma zipụtakwa ha site n’idepụta ha.

## D. OLILO NLOCHA— (COMPLETE ASSIMILATION)

A ga-elebakwa anya ma kọwakwaa olilo ụdaume ọzọ. Nke a ga-eleba anya ugbua bụ nke a kpọrọ **Olilo Nlocha.** A ga-emekwa ka ị mata na Olilo Nlocha bụ isi a hụrụ were kwawa okpu n’olilo ụdaume, n’ihi na a naghị ahapụ isiaka were gbaba ụrịọm. Olilo Nlocha na-apụtakwa ìhè nke ọma n’olilo ụdaume n’asụsụ Igbo. Ọ bụghị ụdịrị olilo a na-achọ achọ n’asụsụ Igbo n’ihi na anya ghara ile eluigwe, o lewekwanụ gịnị?

A ga-akọwa Olilo Nlocha dị ka ụdịrị olilo ụdaume nke na-egosipụta otu ụda mkpụrụedemede ụdaume siri were loo ụda mkpụrụedemede ụdaume ọzọ ma werekwa ọdịdị ya na ụda ya nọchikwuazị anya ya. A na-ahụkanarị nke a ma ọ bụrụ na a na-edepụta ụdịrị okwu e nwere ụdịrị ọnọdụ olilo a. N’olilo nlocha n’ihe ọmụmụ ụdaume, ọ bụrụ na mkpụrụedemede ụdaume abụọ jekọọ ọnụ, otu n’ime mkpụrụedemede ụdaume abụọ ahụ na-ewere ụda ya na ọnọdụ ya were nọchie anya mkpụrụedemede ụdaume nke ọzọ. Ọ bụrụ na a na-akpọpụta okwu Igbo ndị

nwere **Olilo Nlocha,** a na-esi n'ụda ha were na-amata ha. Lee ihe ọmụmaatụ ndị a na-esota:

| | Okwu Igbo | Olilo Nlocha |
|---|---|---|
| I | Ede Orie | Edoorie |
| iii | Oke Osisi | Okoosisi |
| iii | Akwa Ọsa | Akwọọsa |
| iv | Ego Igwe | Egiigwe |
| V | Ọgba Ọsọ | Ọgbọọsọ |
| vi | Ikwa Emu | Ịkweemu |

Okwu ndị a niile bụ ijiri kọwaa nke ọma ma mekwaa ka nghọta gị bụrụ kpoo n'olilo ụdaume bụ **Olilo Nlocha.** Ọ bụrụ ị kpọpụta okwu ndị ahụ e depụtara n'otu n'otu, ị ga-achọpụta na ọ bụ ụda mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ buchaa ụzọ na mkpurụokwu ndị ahụ kpechaa azụ n'okwu ndị ahụ e depụtachara n'akpati ihe osise ịmaatụ ahụ e wepụtara n'elu, loro ụda mkpurụedemede ụdaume ndị ahụ ha na-esota. Ọ bụghị naanị na ha loro ha, kama ha na-ejikwuazị ụda ha na ọdịdị ha were nọchikwuazị anya ha n'okwu.

**E. OLILO NDAPỤTA (CONDITIONAL ASSIMILATION)**

E nwekwuazịrị ụdịrị olilo ụdaume ọzọ a kpọrọ Olilo Ndapụta. Ụdịrị olilo ụdaume a dị iche n'olilo ụdaume ndị ọzọ. Emenanjo kọwara na ọ bụghịỤ ụdaume niile ka olilo Ndapụta a metụtara. Na o nwere mkpụrụedemede ụdaume ndị na-aputakanarị ìhè n'olilo ndapụta. Ọ kọwakwara ma mee ka o doo anya na ọ bụ mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ na-apụtakanarị ihe, ka olilo Ndapụta a gbasara. Emenanjo, na nkọwa ya, mere ka a mata na olilo Ndapụta bụ ụdịrị olilo ụdaume na-eme ndapụta n'okwu e

kwuru ọsọọsọ. Ihe nke a na-akọwa bụ na ọ na-eme ndapụta n'ụda okwu. Na mkpụrụedemede ụdaume na-apụtakanarị ìhè n'olilo ndapụta dị anọ n'ọnụọgụ. Mkpụrụedemede ndị ahụ bụ ndị a:

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| **a** | **i** | **ị** | **ụ** | **ụ** |

Ọ bụ ụdaume ndị a ka olilo ndapụta gbasara. Ọ bụkwa mgbe a na-akpọpụta okwu ọsọọsọ ka e ji amata maka olilo ụdaume a. A ga-edepụta ihe ọmụmaatụ banyere Olilo Ndapụta. Nchọpụta na-egosikwa na olilo ndapụta na olilo azụ yitere. Na ọ bụ otu olilo azụ si arụ ọrụ ka olilo ndapụta sikwa arụ ọrụ n'asụsụ Igbo. A ga-edepụta ihe ọmụmaatụ banyere nke a:

| | **Okwu Igbo** | **Ijikọ ha ọnụ** | **Olilo Ndapụta** |
|---|---|---|---|
| i | Oche anyị | Oche + anyị | Ochaanyị |
| ii | Aka ọrụ | Aka + ọrụ | Akọọrụ |
| iii | Egbe igwe | Egbe + igwe | Egbiigwe |
| iv | Ego ọkụ | Ego + ọkụ | Egọọkụ |
| v | Ada obi | Ada + obi | Adoobi |

O kwesịkwara ka ị mata na otu e siri depụta okwu ndị a n'olilo ndapụta abụghịkwa otu e si ede ha n'asụsụ Igbo. Kama a na-edepụta ya iji were gosipụta otu okwu nwere olilo ụdaume na-adị ma a na-akpọpụta ya n'okwu ọsọọsọ.

Were aka gị chepụtakwa okwu ndị ọzọ nwere Olilo Nlocha n'olilo ụdaume n'asụsụ Igbo.

**IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ANỌ**

1. Kedụ otu e si achọpụta ***olilo ụdaume*** n’ụtọasụsụ Igbo?
2. Were aka gị chọpụta mkpụrụokwu iri ndị nwere olilo ụdaume. E dekwala ndị dị n’akwụkwọ a.
3. Ọ bụ naanị na mkpụrụokwu abụọ e dekọrọ ọnụ dị ka otu mkpurụokwu ka ***olilo ụdaume*** na-apụta ìhè? Were ihe ọmụmaatụ dị ise kọwaa onwe gị.
4. Tụlee ***olilo ụdaume*** na ***ndapụ ụdaume*** ka ị kọwapụta ihe dị iche na ha abụọ.
5. Depụta ma kọwaa ndịiche dị n’etiti ***olilo nlocha*** na ***olilo azụ*** n’ihe ọmụmụ banyere olilo ụdaume
6. Kedụ ka ***ndapụ ụdaume*** si abata n’ụtọasụsụ Igbo?
7. ***Ndapụ ụdaume*** na ***Ndapụ mgbochiume***, ha bụ otu? Were ihe ọmụmaatụ kọwaa onwe gị nke ọma.
8. O nwere otu ***ndapụ ụdaume*** si emetụta edemede n’ụtọasụsụ Igbo?
9. Gịnị bụ **olilo ndapụta**? Were ihe ịmaatụ kọwaa ya.
10. Olilo Ndapụta na Olilo Nlocha, ha abụ otu?

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ISE
## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ

# NDAPỤ ỤDAUME (VOWEL ELISION)

Ndapụ Ụdaume bụ ọpụpụ ụda mkpụrụedemede na-apụ n'okwu e jikọrọ ọnụ nke a ga-emecha si na ya were nweta aha ihe, aha mmadụ maọbụ aha ebe. Ọ bụ oge okwu na okwu nọkọrọ ma jekọọ ọnụ ka **Ndapụ Ụdaume** ji apụta ìhè.

Ọ bụ eziokwu na Ndapụ Ụdaume na Olilo Ụdaume abụghị otu, mana ọ ga-abụ ihe magburu onwe ya ka ị ghọta na ọ bụ n'olilo ụdaume, ọkachasị olilo azụ ka e si abanye na ndapụ ụdaume. Maka Igbo kwuru okwu were na-asị na ọ bụ na be ete ka e si eje be nkwụ. A na-enweta **Ndapụ Ụdaume** ma ọ bụrụ na mkpụrụedemede ụdaume bu ụzọ na mkpụrụokwu kpe azụ na mkpụrụedemede ụdaume kpe azụ na mkpụrụokwu nọ n'ihu jekọrọ ọnụ, mkpụrụedemede ụdaume ahụ kpe azụ na mkpụrụokwu bu ụzọ na-ewere ụda ya na ọdịdị ya na ọnọdụ ya were nọchie anya mkpụrụedemede ụdaume ọ na-esota n'azụ. Ọ bụrụ na a na-edepụta ya, a ga-ahụ na okwu ahụ e nwere ndapụ ụdaume na ya ga-abụzị otu mkpụrụokwu ụdaume ahụ, nke nọchiri anya ibe ya ka a na-edepụta. Okwu ọbụla nwere **Ndapụ Ụdaume** n'asụsụ Igbo na-enwerịrị mkpụrụokwu ọ ga-ewepụta maọbụ zipụta, ma bụrụkwa mkpụrụokwu ga-enwe nkọwa na nghọta n'ime ya.

N'ezie, Ndapụ Ụdaume na-apụtakanarị ìhè ma ọ bụrụ na a na-ekwupụta okwu Igbo. Ndepụta **Ndapụ Ụdaume** na-egosipụta ọpụpụ ụda mkpụrụedemede ụdaume na-apụ n'okwu maọbụ na mkpurụokwu. Nnyocha e mere na-egosipụta na Ndapụ Ụdaume

na-ese elu ozigbo ma ọ bụrụ na e jikọọ okwu ụfọdụ ọnụ n'asụsụ Igbo.

Ọ ga-adị mma ka ị ghọta na ọtụtụ aha anyị na-enweta n'asụsụ Igbo, ma aha ihe, ma aha mmadụ, ma aha ebe, bụ site na ndapụ ụda mkpurụedemede ụdaume nke a na-enweta site na njikọ okwu na okwu. O kwesịrị ka ị mata na ndapụ ụdaume bụ site n'okwu anyị na-ekwu ka e si achọpụta ya. Mana ị ga-amatanwu mgbe e nwere ndapụ ụdaume ma ọ bụrụ na ị gbado anya nke ọma n'okwu gị. I geekwanụ onwe gị ntị nke ọma, ị ga-achọpụta otu ndapụ ụdaume si ewere ọnọdụ n'okwu Igbo.

A ga-ewepụta ihe ọmụmaatụ iji were kọwaa **Ndapụ Ụdaume** n'asụsụ Igbo. Ụfọdụ ihe ịmaatụ bụ ndị a e zipụtara n'akpati ihe osise a na-esota:

| | **Okwu Igbo (Ijikọ Ha Ọnụ)** | **Ijikọ Ha Ọnụ (Njikọ Ọnụ Ha)** | **Ndapụ Ụdaume** |
|---|---|---|---|
| i | Mgbe + Orie | Mgbeorie | Mgborie |
| ii | Eze + Ibe | Ezeibe | Ezibe |
| iii | Nwa + Olisa | Nwaolisa | Nwolisa |
| iv | Ome + Ire | Omeire | Omire |
| v | Ama + Uche | Amauche | Amuche |
| vi | Nwa + Okorobịa | Nwaokorobịa | Nwokorobịa |
| vii | Aka + Olisa | Akaolisa | Akolisa |
| viii | Eze + Ugo | Ezeugo | Ezugo |
| ix | Ama + Oge | Amaoge | Amoge |
| X | Ome + Ego | Omeego | Omego |
| xi | Ama + Ọkpara | Amaọkpara | Amọkpara |

| | | | |
|---|---|---|---|
| xii | Elu + Igwe | Eluigwe | Eligwe |

Ọ bụrụ na i lee anya n'ihe ọmụmaatụ ahụ e zipụtara n'elu, ị ga-ahụ otu e siri nweta **Ndapụ Ụdaume** site n'ijikọ okwu ọnụ. Okwu ndị ahụ maọbụ aha ndị ahụ e nwetara site na ndapụ ụdaume e nwere n'okwu ndị ahụ bụchakwa aha a na-enwetagacha n'asụsụ maọbụ n'okwu Igbo. Ọ bụrụkwa na i leruo anya nke ọma n'ihe ọmụmaatụ ndị ahụ e depụtara dị ka **Ndapụ Ụdaume**, ị ga-achọpụtakwa na ọ bụ site **n'olilo ụdaume azụ** ka e siri were garuo na ya bụ **Ndapụ Ụdaume** dị ka e siri kọwaa na mbụ n'ihe ọmụmụ a.

Chọpụtazịa ihe ịmaatụ ndị ọzọ ga e nwere n'asụsụ Igbo banyere Ndapụ Ụdaume n'ihi na nke a ga-enyere aka ka nghọta gị banyere Ndapụ Ụdaume siwanyekwuo ike ma kwụrụkwa chịm.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ
## NDAPỤ MGBOCHIUME (CONSONANT ELISION)

Ndapụ Mgbochiume dị iche na ndapụ ụdaume. Ndapụ mgbochiume bụ ọpụpụ mkpụrụedemede mgbochiume pụrụ n'ebe o kwesịrị ịdị n'okwu maọbụ na mkpụrụokwu Igbo. A na-enwe ***ndapụ mgbochiume*** ma ọ bụrụ na mkpụrụedemede mgbochiume adịghị n'ebe o kwesịrị ịdị n'okwu maọbụ na mkpụrụokwu n'asụsụ Igbo iji were mee ka ***nsụpe*** okwu ahụ maọbụ mkpụrụokwu ahụ zuo oke.

Chetakwa na mkpurụedemede mgbochiume dị iriabụọ na asatọ. Mgbe ọbụla a na-achọ nke ọbụla n'ime ha achọ na mkpurụokwu o kwesịrị ịdị, a mara na mkpụrụokwu ahụ enweela ***ndapụ mgbochiume.*** Ndapụ Mgbochiume na-apụtakanarị ìhè n'asụsụ Igbo ma ọ bụrụ na a na-ekwu okwu ọsịịsọ. Mana, ama akịdị na-agba mgbe ọbụla e depụtara okwu ọbụla nwere ndapụ mgbochiume. Ụfọdụ ihe ọmụmaatụ iji were kọwaa ihe ọmụmụ a bụ ndị a na-esota ugbua:

| **Mkpụrụokwu** | | **Ndapụ Mgbochiume** | **Mgbochiume dapụrụ** | **Otu o kwesịrị ịdị** |
|---|---|---|---|---|
| I | Ahịhịa | Aịhịa | h | Ahịhịa |
| ii | Ọmụmụ | Ọụmụ | m | Ọmụmụ |
| iii | Ụchịcha | Ụịcha | ch | Ụchịcha |
| iv | Akụkọ | Aụkọ | k | Akụkọ |
| V | Omume | Oume | m | Omume |
| vi | Ogwugwu | Ougwu | gw | Ogwugwu |
| vii | Achịcha | Aịcha | ch | Achịcha |
| viii | Ogbugbu | Ougbu | gb | Ogbugbu |

Mkpụrụedemede Mgbochiume ndị ahụ a kachara ihe n'okpuru bụ ndị a na-achọ achọ na mkpụrụokwu ebe ha kwesịrị ịdị nke mere ka mkpụrụokwu ndị ahụ nwee **ndapụ mgbochiume**. Mkpụrụokwu ndị ahụ dịcha n'akpati ihe osise ahụ e sepụtara n'elu dịka ***Aịhịa, Ọụmụ, Ụịcha, Aụkọ, Oume, Ougwu, Aịcha, Ougbu*** nwechara ndapụ mgbochiume n'ihi na mkpụrụedemede mgbochiume kwesịrị imezu mkpụrụokwu ndị ahụ adịghị na ha. Mkpụrụedemede mgbochiume ndị ahụ bụ ndị a: ***h, m, ch, k, m, gw, ch, g.***

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ISE

1. Gịnị bụ Ndapụ Mgbochiume? Kọwaa nke a nke ọma.

2. Dee ma kọwaa otu ihe ọmụmụ banyere ***ndapụ mgbochiume*** siri baa ezigbo uru n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo.

3. Mmụta banyere ***ndapụ ụdaume*** na ***ndapụ mgbochiume*** na-enyere aka n'ebe ọ dị ukwu n'asụsụ Igbo. I kwetara na nke a? Mee ka nkọwa azịza gị doo anya nke ọma.

4. Ndapụ ụdaume na ndapụ mgbochiume, ha bụ otu?

5. Depụta ma kọwaa nke ọma ndịiche dị n'etiti ***ndapụ ụdaume*** na ***ndapụ mgbochiume*** n'asụsụ Igbo. Were ihe ịmaatụ chọọ azịza gị mma.

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ISII
## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
## NSINANGWAA (VERBAL DERIVATIVES)

Nsinangwaa bụ aha ndị e si na ngwaa nweta. Oge e si na ngwaa nweta ha, ha nwere ike ịkwụrụ onwe ha dị ka aha. E nwere nsinangwaa dị iche iche n'asụsụ Igbo. Ụfọdụ bụkwanụ ndị a na-amụba isingwaa tupu nsinangwaa apụta. A ga-amalite tulewe nsinangwaa ndị a e nwere n'otu n'otu iji were mata ka ha si arụ ọrụ nke ha n'ụtọasụsụ Igbo.

### A. ÒMEKÀNGWAÀ (PARTICIPLE)

Omekangwaa bụ otu n'ime aha e si na ngwaa enweta. Ọ na-arụ ọrụ dị ka ngwaa ma ọ kwụrụ onwe ya. Otu e si enweta omekangwaa bụ site n'itinye mgbakwụnye nganiihu ***A*** maọbụ ***E*** n'isingwaa. A na-eme nke a site n'ịgbaso usoro ndakọrịta ụdaume. A ga-ejide n'aka na ọ dabara n'usoro ndakọrịta nke ụdaume.

| | Isingwaa | Mgbakwụnye nganiihu 'A'(a) maọbụ 'E'(e) | Omekangwaa |
|---|---|---|---|
| i | je | e + je | eje |
| ii | ga | a + ga | aga |
| iii | de | e + de | ede |
| iv | nwụ | a + nwụ | anwụ |
| v | chọ | a + chọ | achọ |
| vi | be | e + be | Ebe |
| vii | ri | e + ri | Eri |
| vii i | ba | a + ba | Aba |
| ix | ti | e + ti | eti |

| | | | |
|---|---|---|---|
| x | re | e + re | ere |
| xi | kọ | a + kọ | akọ |
| xii | kụ | a + kụ | akụ |
| xiii | gwụ | a + gwụ | agwụ |
| xiv | gba | a + gba | agba |
| xv | zu | e + zu | ezu |
| xvi | zụ | a + zụ | azụ |

I lee anya ị ga-ahụ na mkpurụokwu omekangwaa ahụ niile e depụtara n'elu dakọrịtachara. Ị ga-ahụ na mkpụrụedemede ụdaume niile dị na ha dakọrịtachara n'usoro ndakọrịta ụdaume nke dị na mkpụrụokwu ọbụla (omekangwaa ọbụla) sirịrị n'otu n'òtù were pụta.

Ka e were omekangwaa ndị ahụ e nwetara n'elu mee ahịrịokwu ka i were ghọtachaa nke ọma ihe a na-ekwu maka ya.

(i) Agaghị m eje ahịa echi (eje ahịa)
(ii) Oso m aga - ebe ahụ kwa mgbe (aga ebe)
(iii) Ọ maghị ede akwa (ede akwa)
(iv) Agaghị m anwụ n'ahụhụ (anwụ n'ahụhụ)
(v) Ọ maghị achọ ihe furu efu (achọ ihe)
(vi) Ana m eri nri (eri nri)
(vii) O ji maka ihe ahụ aba mba (aba mba)
(viii) O so eti m ihe kwa mgbe ọbụla (eti m ihe)
(ix) Ahịhịa ahụ anaghị ere ure (ere ure)
(x) Aga m akọ ya ọnụ (akọ ya ọnụ)
(xi) Amara amaghị akụ mkpụrụ akụkụ n'ubi ya (akụ mkpụrụ akụkụ)

(xii) Aga m <u>agba</u> egwu awantịrọ echi (<u>agba</u> egwu)

Mkpụrụokwu ndị ahụ niile a kara ihe n'okpuru bụchaa omekangwaa. Ha na-arụcha ọrụ ebe ahụ ha nọcha n'ahịrịokwu dị ka omekangwaa. Mkpụrụokwu ndị ahụ e depụtakwaranụ n'akarangụdo na-egosi ka omekangwaa si arụ ọrụ.

**B. MFINITIIVU (INFNITIVE)**

Mfinitiivu bụkwa mkpurụokwu nsinangwaa ọzọ e nwere n'ụtọasụsụ Igbo. Ọ bụkwa aha e si na ngwaa enweta. Ọ kwụrụ onwe ya, ọ ga-arụ ọrụ dị ka aha. Mkpurụedemede ndị e ji enweta mfinitiivu bụ **I** na **Ị**. A na-agbakwụnyere mkpụrụedemede ndị a dị ka nganiihu n'isingwaa iji were nweta nsinangwaa mfinitiivu. A na-esokwuazị usoro ndakọrịta ụdaume ma a na-eme nke a. Ụdaume ọbụla dị n'isingwaa a chọrọ isi na ya were nweta mfinitiivu, a ga-agbakwụnyere ya **I** maọbụ **Ị** nke ha abụọ si n'otu òtù.

| | Isingwaa | Mgbakwụnye nganiihu 'A'(a) maọbụ 'E'(e) | MFINITIÌVÙ |
|---|---|---|---|
| i | ga | ị + ga | ịga |
| ii | je | i + je | Ije |
| iii | be | i + be | Ibe |
| iv | kọ | ị + kọ | ịkọ |
| v | kpọ | ị + kpọ | ịkpọ |
| vi | kwu | i + kwu | Ikwu |
| vii | ńụ | ị + ńụ | ịńụ |
| viii | zu | i + zu | ịzu |
| ix | gụ | ị + gụ | ịgụ |

| | | | |
|---|---|---|---|
| x | de | i + de | ide |
| xi | nwụ | ị + kọ | ịkọ |
| xii | gọ | ị + gọ | ịgọ |
| xiii | ri | i + ri | iri |
| xiv | ke | i + ke | ike |
| xv | chụ | ị + chụ | ịchụ |

Ọ bụ otu a ka e si enweta mkpụrụokwu **mfinitiivu.** Ị ga-ahụ na usoro ndakọrịta ụdaume dịcha na ha pụtara ìhè nke ọma. Nke a bụ otu ha (mfinitiivu) si arụ ọrụ n'ahịrịokwu:

(i) Achọrọ m iga akwụkwọ ọsọọsọ echi.
(ii) Onye ije ka nwoke ahụ bụ.
(iii) Ibe akwa ọ na-atọ gị ụtọ?
(iv) Ị chọrọ ịkọ m ọnụ?
(v) Ikpo ihe niile nkụ ka e jiri mara ụgụrụ.
(vi) Achọghị m ikwu pịm ebe a.
(vii) Ị chọrọ ińụ iyi?
(viii) Izu ohi dị ya n'ọbara.
(ix) Achọrọ m igụ akwụkwọ Igbo n'abalị taa.
(x) Ide ihe na-aka ya mma n'aka.
(xi) Nwoke ahụ chọrọ ịnwụ n'ọgụ ahụ.
(xii) Ịgọ ọjị na ịgọ ọfọ bụ nnukwu omenaala n'ala Igbo.
(xiii) Iri ihe mebiri emebi na-ebute ọrịa.
(xiv) Ọ chọrọ ike m ụdọ.
(xv) Nwaanyị ahụ achọghị ịchụ aja ahụ a sịrị ya chụọ.

Mkpurụokwu ndị a a kachara ihe n'okpuru bụcha mkpụrụokwu mfinitiivu. Ọ bụ otu a ka ha si arụ ọrụ n'ahịrịokwu. E nwekwuazịrị mfinitiivu ndị nwere nsonaazụ. Ha bụ ndị a:

(i) Ịzụtara – Achọghị m izụtara gị akwa ahụ ị gwara m.
(ii) Ịdachi – Mgbe ọbụla ọ ńụchara mmanya, idachi ụzọ a na-agụ ya.
(iii) Itigbu – Ị chọrọ itigbu mmadụ?
(iv) Ịkpụpụ - Nwoke ahụ chọrọ ikpụpụ m ụlọikpe.
(v) Ịzata – Izata ajụjụ nke ọma na-adị mma.
(vi) Ileru – Ọ bụ ileru anya ala ka e ji mara atụrụ.
(vii) Itigharị - Itighari mmadụ anya ka e ji mara nwoke ahụ
(viii) Isoro – Isoro m gaa ahịa na-atọ ya ụtọ.
(ix) Ịkpụgharị - Ikpụghari n'ala ka agwọ adịghị mma.
(x) Ịgụtọ – Igutọ egwu na-ebute ikubi nkwa

## CH. JERỌNDỤ (GERUND)

Jerọndụ sokwa n'aha nsinangwaa e nwere n'ụtọasụsụ Igbo. Otu e si enweta jerọndụ n'asụsụ Igbo abụghị ihe hịara ahụ nke otu ahụ. N'ihi ya, ọ dị mfe inweta jerọndụ n'asụsụ Igbo. Otu e si enwetakwanụ jerọndụ bụ site n'ịgbakwụnyere isingwaa mkpurụedemede nganiihu **Ọ** maọbụ **O**. Ọ bụghị naanị i mee nke a, ị mara na okwu agwụla, na i nwetala jerọndụ ahụ a na-ekwu maka ya. Okwu agwụbeghị n'ihi na ọ bụghị naanị otu ahụ. Ihe ọzọ fọdụrụ ị ga-eme bụ site n'ịmụba isingwaa ahụ ka o zuo abụọ. A ga-edekọ isingwaa abụo ahụ ọnụ, were denyezịa **Ọ** maọbụ **O** n'ihu ya dị ka otu usoro ndakọrịta ụdaume siri dị.

| Isingwaa | | Mwekọta isingwaa abụọ ahụ ọnụ | Isingwaa e si na ha nweta | Mgbakwụnye nganiihu Ọ maọbụ O | Jerọndụ |
|---|---|---|---|---|---|
| i | ńụ | ńụ + ńụ | ńụńụ | Ọ +ńụńụ | Ọńụńụ |
| ii | kwụ | kwụ+ kwụ | kwụkwụ | Ọ+kwụkwụ | Ọkwụkwụ |
| iii | sụ | sụ + sụ | sụsụ | Ọ + sụsụ | Ọsụsụ |
| iv | gụ | gụ + gụ | gụgụ | Ọ + gụgụ | Ọgụgụ |
| v | Bi | bi + bi | bibi | O + bibi | Obibi |
| vi | lụ | lụ + lụ | lụlụ | Ọ + lụlụ | Ọlụlụ |
| vii | Chu | chu+ chu | chuchu | O + chuchu | Ochuchu |
| viii | Ti | ti + ti | titi | O + titi | Otiti |
| ix | mụ | mụ + mụ | mụmụ | Ọ + mụmụ | Ọmụmụ |

Lee ihe ahụ e sepụtara n'elu anya nke ọma ka ị mụta otu e si enweta jerọndụ ụfọdụ. Nke a na-sota ugbua bụ ebe e ji mkpụrụokwu jerọndụ ndị ahụ were mee ahịrịokwu.

(i) Biko kutere m mmiri ***ọńụńụ*** echi.
(ii) Ọ dịghị mgbe ọ naghị anọ n'elu ***ọkwụkwụ*** ụgwọ.
(iii) Naanị ihe egwusi ahụ chọrọ bụ ***ọsụsụ***.
(iv) ***Ọgụgụ*** ego na-atọ ya ka nri ji.
(v) ***Obibi*** nwata ahụ bi ebe a na-ewepụ anyị ihe n'ahụ.
(vi) Naanị ihe na-ahịọrọ Chinyere mgbe ọbụla bụ ***ọlụlụ*** di.
(vii) ***Ọchụchụ*** ọ chụrụ nwa ahụ na-ewute m.
(viii) Oge ***otiti*** mmọnwụ n'obodo anyị eruwela.
(ix) Ihe anyị na-arịọ Chineke bụ ezigbo ***ọmụmụ*** na ahụ isiike.

O nwekwara isingwaa abụọ ndị ọ na-abụ a chịkọọ ha ọnụ n’atụmatụ iji ha nweta jerọndụ, mkpurụedemede ụdaume izizi dị na ya bụ isingwaa e wekọtara ọnụ na-agbanwo.

| Isingwaa | | Nwekọta ụdịrị Isingwaa abụọ ahụ ọnụ | Ụdaume izizi e wepụrụ | Ụdaume e jiri dochie anya ya | Isingwaa e si na ha nweta | Mgbakwụnye nganiihu Ọ maọbụ O | Jerọndụ |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| i | ga | g(a) + ga | a | ụ | gụga | Ọ + gụga | Ọgụga |
| ii | de | d(e) + de | e | i | dide | O + dide | Odide |
| iii | chọ | ch(ọ) + chọ | ọ | ụ | chụchụ | Ọ + chụchọ | Ọchụchọ |
| iv | be | b(e) + be | e | u | bube | O + bube | Obube |
| v | re | r(e) + re | e | i | rire | O + rire | Orire |
| vi | nya | ny(a) + nya | a | ụ | nyụnya | Ọ + nyụnya | Ọnyụnya |
| vii | gọ | g(ọ) +gọ | ọ | ụ | gụgọ | Ọ + gụgọ | Ọgụgọ |
| viii | me | m(e) + me | e | e | mume | O + mume | Omume |

Lee jerọndụ ndị ahụ ebe ha na-arụ ọrụ n’ahịrịokwu.

(i) Oge ***ọgụgụ*** akwụkwọ anyị eruola.
(ii) ***Odide*** ihe si onye nkuzi anyị n’ọnụ apụta n’akwụkwọ, anaghị ahịara ya ahụ.
(iii) Oke ***ọchịchọ*** jupụtara ebe niile ugbua.
(iv) Ihe butere ***obube*** akwa a ugbua bụ ụra ahụ ọ mara ya.
(v) ***Orire*** ewu ahụ agaghị abara anyị uru.
(vi) ***Ọgụgọ*** agụgọ n’okwu ahụ abaghị uru.
(vii) Nweke ji maka ***ọnyụnya*** ụgbọala chefuo akwụkwọ ya.
(viii) ***Omume*** ego ka oge ya ruziri ugbua.

E nwekwuazịrị Jerọndụ ndị ọzọ dị ka ndị a:

| | | |
|---|---|---|
| i | Mfepụ | **Mfepụ** nnụnụ ahụ wutere onye nwe ya nke ukwu |
| ii | Mkpụgharị | **Mkpụgharị** ka e ji ere nwamkpi. |
| iii | Nnupu | **Nnupu** ụgbọala ahụ tọrọ ha ụtọ. |
| iv | Mmịgharị | **Mmịgharị** ka e ji mara ụmụakwukwọ. |
| v | Njenje | **Njenje** eriela nwata ahụ ụbụrụ. |
| vi | Mkpagharị | Ọ bụ **mkpagharị** ka aka ji akpara nwata. |
| vii | Nkebi | **Nkebi** okwu ahụ ga-akacha were nyere anyị aka. |
| viii | Mmegbu | **Mmegbu** jọgburu udele na njọ. |
| ix | Nchụpụ | **Nchụpụ** a chụpụrụ ya n'egwu ahụ na-egbu ya emeri |
| x | Mwetu | **Mwetu** mkpume ahụ n'ala ga-aka nyere anyị aka. |
| xi | Ntụgharị | Ụwa a na-eme **ntụgharị**. |

## D. OMEE (NOUN AGENT)

Omee bụkwa aha nsinangwaa ọzọ dịkwa n'asụsụ Igbo. Omee bụ aha a na-enye onye na-eme ihe nke a na-achọghị ka a kpọọ aha ya. Ọ bụ site n'ihe ahụ o na-eme ka a ga-esi nye ya aha. A na-enweta mkpụrụokwu **Omee** n'asụsụ Igbo site n'ịgbakwụnye mkpụrụedemede **O** maọbụ **Ọ** dị ka nganiihu n'isingwaa. Ọ bụrụ na a gbakwụnyere isingwaa nganiihu **O** maọbụ **Ọ** ahụ, a ga-emekwuazị ka mkpụrụedemede ụdaume dị n'isingwaa ahụ zuo abụọ. Ọ bụ otu a ka aha nsinangwaa **Omee** si apụta n'asụsụ Igbo.

| Isingwaa | | Mgbakwụnye nganiihu O maọbụ Ọ | Mgbakwụnye nsonaazụ (Ime ụdaume dị n'isingwaa abụọ | Omee |
|---|---|---|---|---|
| I | Ga | Ọ +ga | Ọ+ga+a | Ọgaa |
| ii | ńụ | Ọ+ nụ | Ọ+ nụ+ụ | Ọńụụ |
| iii | Ti | O+ti | O+ti+i | Otii |
| iv | De | O+de | O+de+e | Odee |
| V | Gbu | O+gbu | O+gbu+u | Ogbuu |
| vi | Gba | Ọ+gba | Ọ+gba+a | Ọgbaa |
| vii | Ku | Ọ+kụ | Ọ+kụ+ụ | Ọkụụ |
| viii | Je | O+je | O+je+e | Ojee |
| ix | mụ | Ọ+mụ | Ọ+mụ+ụ | Ọmụụ |
| X | Me | O+me | O+me+e | Omee |
| xi | Le | O+le | O+le+e | Olee |

Mkpụrụokwu ndị ahụ niile e nwetara di ka **Omee** sochara usoro ndakọrịta ụdaume. Ma nganiihu ha ma nganaazụ ha. A ga-eji ụfọdụ mkpụrụokwu **Omee** were mebe ahịrịokwu.

**Lee ọmụmaatụ ndị a:**

(i) **Ọgaa**, werekwa nwayọọ ka ị ghara iburu chi gị ụzọ garuo ebe ahụ.

(ii) **Ọńụụ** lee mmanya ńụba, a gbakwala ọsọ.

(iii) **Otii**, i tichaa m ihe taa, ị gaghịzi akpa mmadụ aka n'ahụ ụbọchị ọzọ.

(iv) Nwoke ahụ bụ **odee** a maara amara.

(v) **Ogbuu**, biko e gbukwala m.

(vi) **Ọgbaa**, ngwa gbaa ka anyị hụ.

## E. MMEE (NOUN INSTRUMENT)

Ọmụmụ banyere aha nsinangwaa agaghị ezu oke ma ọ bụrụ na a kpọtaghị **Mmee** aha. Mmee so bụrụ otu n'ime aha nsinangwaa e nwere n'ụtọasụsụ Igbo. Ọ bụ site n'ọrụ ihe ụfọdụ na-arụ ka e si enweta aha e jiri mara ha. Ọ bụ aha ndị ahụ na-arụ ọrụ dị ka **Mme.** Ọ bụ site n'ịgbakwụnye mkpụrụedemede **M** maọbụ **N** n'isingwaa nke mkpụrụokwu ga-esi na ya pụta ga-enwekwuazị mmeju ngwaa, ka e si enweta **Mmee.** Mkpụrụedemede nganiihu **M** na **N** ahụ ga-abụkwa myiriụdaume. Ha ga na-arụ ọrụ na mkpụrụokwu **Mmee** ndị ahụ dị ka myiriụdaume. Ụfọdụ ihe ọmụmaatụ n'aha nsinangwaa **Mmee** bụ ndị a na-esota:

| **Isingwaa** | | **Mgbakwụnye mkpụrụedemede nganiihu myiriụdaume M na N** | **Mmeju** | **Mmee** |
|---|---|---|---|---|
| I | jụ | n + jụ | oyi | njụoyi |
| ii | Gba | m + gba | ama | mgbaama |
| iii | Che | n + che | mmiri | nchemmiri |
| iv | Du | n + du | oku | nduoku |
| v | Gba | m + gba | mmiri | mgbammir i |
| vi | chụ | n + chụ | oyi | nchụoyi |

A ga-eji mkpụrụokwu **Mmee** ndị ahụ mee ahịrịokwu iji were zipụta nkọwa ha nke ọma.

(i) Uchenna dọnyere mmiri ahụ na **njụoyi** anyị.
(ii) Ahụghị m **mgbammiri** m ga-eji gbanye mmiri ahụ n'ite.
(iii) Ngozi ji **nchemmiri** gawa ozi ahụ e ziri ya.
(iv) Ihe fọdụrụ n'alụmdinanwunye ya bụ **nduoku**.
(v) Icheoku bụ nnụnụ **mgbaama**.
(vi) Yinye nwatakịrị ahụ akwa **nchụoyi.**

E nwekwuazịrị mkpụrụokwu **Mmee** ndị ọzọ nke ọ bụ naanị mgbakwụnye mkpụrụedemede nganiihu myiriụdaume **M** maọbụ **N** n'isingwaa ka e si enweta ha. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a:

| | | |
|---|---|---|
| i | Nhicha | Were **nhicha** hichaa oche ndị ahụ. |
| ii | Myọ | O ji **myọ** anyị ere yọọ akamụ. |
| iii | Nkucha | O ji **nkucha** kunyụọ ọkụ ahụ. |
| iv | Ngwe | Ogenna ji **ngwe** gwerie ụkwa ahụ. |
| v | nsucha | Nwadị ji **nsucha** ahụ suchasịa egwusi ahụ niile. |

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ISII

1. Gịnị bụ nsinangwaa?
2. Kọwaa ihe Jerọndụ pụtara n'asụsụ Igbo. Were ihe ọmụmaatụ iri kọwaa azịza gị.
3. Omee na Mmee, ha bụ otu n'asụsụ Igbo? Were ihe ọmụmaatụ gbụọ azịza gị ahụ.
4. Kedụ ihe bụ Omekangwaa? Were ihe ọmụmaatụ chọọ azịza gị mma.
5. Were ihe ọmụmaatụ dị iche iche kọwapụta otu mfinitiivu si dị iche na Jerọndụ.
6. Kọwapụta nke ọma ihe bụ Mmee n'asụsụ Igbo.
7. Kedụ otu e si enweta Omee n'asụsụ Igbo?
8. Depụta nsinangwaa dị n'ahịrịokwu ndị a niile na-esota:
   (i) Otiti egwu abụghị ọgbụgba ya.
   (ii) Nsogharị mmadụ ka nwata ahụ na-arụ.
   (iii) Izụ okwe abụghị akaọrụ.
   (iv) Okwuu, ngwa kwuo ka anyị nụ.
   (v) Nwada ahụ amaghị esi nri.
9. Dee ma kọwapụta ụdịrị nsinangwaa dịcha n'ahịrịokwu ndị ahụ niile n'otu n'otu.
10. Kọwapụta otu e si enweta Mmee n'asụsụ Igbo?

11. Kọwapụta usoro kwesịrị ka a gbasoo n’inweta nsinangwaa mfinitiivu.

12. Depụta mkpụrụedemede Igbo kacha apụta ìhè na mmebe nsinangwaa.

13. Kọwapụta ihe kpatara ihe ọmụmụ nsinangwaa jiri baa nnukwu uru n’asụsụ Igbo.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ MGBAKWỤNYE (AFFIXES)

E nwere mgbakwụnye dị iche iche n'asụsụ Igbo. Okwu Igbo bụkwa okwu mgbakwụnye jupụtara na ya. E nwegachara ụmụ irighiri mkpụrụasụsụ na-emebe mkpụrụokwu n'okwu Igbo. N'ihi ya, ọ bụ ụmụ irighiri mkpụrụasụsụ ndị a bụ mgbakwụnye dị iche iche ahụ a na-ekwu maka ha. Mgbakwụnye ọbụ;a nwekwaranụ ihe ọ na-arụ na mkpụrụokwu Igbo. A na-ejikwanụ mkpụrụasụsụ mgbakwụnye na-emebe okwu n'asụsụ Igbo. A na-eji ya enweta mkpụrụokwu ọhụrụ n'okwu Igbo. Mgbe ọbụla mkpụrụasụsụ batara n'okwu, mkpụrụokwu ahụ ọ banyere na ya ga-aghọrọ ihe e bu n'uche mebe ya. Mgbakwụnye nwere ike ịnọ n'ihu okwu, n'etiti okwu maọbụ n'azụ okwu. N'ihi nke a, e nwere mgbakwụnye dị iche iche. Akwụkwọ a ga-eleba anya n'ụdịrị mgbakwụnye ndị ahụ e nwere n'otu n'otu na kwa otu ha si arụ ọrụ

### A. NGANIIHU (PREFIX)

Nganiihu bụ mkpụrụasụsụ ọbụla a gbakwụnyere n'ihu isingwaa iji were nweta mkpụrụokwu e bu n'uche. Mkpụrụasụsụ nganiihu ọbụla na-enwekwuazị ụda na mkpụrụokwu ọbụla ọ banyere n'ime ya. O na-enyekwuazị mkpụrụokwu ahụ nghọta a chọrọ. Ghọtakwa nke ọma na nganiihu abụghị mkpụrụedemede ọbụla bu ụzọ n'okwu. Ọ bụ usoro niile ahụ e depụtara maka inweta nganiihu ka i kwesịrị ịgbaso ma ị chọọ i nweta nganiihu n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo.

Mkpụrụokwu ndị a na-esota ugbua bụ ndị a ga-esi na ha gosipụtara otu na ebe **mgbakwụnye nganiihu** na-adị na mkpụrụokwu.

| Mgbakwụnye Ụdaume n'isingwaa | | Mkpụrụokwu e nwetara | Nganiihu |
|---|---|---|---|
| i | a + chụ | achụ | A |
| ii | e + me | eme | E |
| iii | ị + pụ | ịpụ | ị |
| iv | a + kwọ | akwọ | A |
| v | ị + nyụ | ịnyụ | ị |
| vi | o + ri | ori | O |
| vi i | e + gbu | egbu | E |
| vi i | o + te | ote | O |
| ix | e + nye | enye | E |
| x | ị + nwụ | ịnwụ | ị |

A ga-eji mkpụrụokwu ndị ahụ niile dị n'elu nwechara mkpụrụedemede ụdaume nganiihu mee ahịrịokwu n'otu n'otu ijiri gosipụta otu ha si arụ ọrụ n'ahịrịokwu.

| | | |
|---|---|---|
| i | achụ | Nweke amaghị **achụ** mmadụ ọsọ. |
| ii | eme | Ọ naghị **eme** isi ike. |
| iii | ịpụ | **Ịpụ** ọrịrị na-echu ya ụra. |
| iv | akwọ | Uche anaghị **akwọ** nwa n'azụ. |
| v | ịnyụ | Onye nkuzi chọrọ **ịnyụ** ụmụntakịrị ahụ anya. |
| vi | ori | **Ori** nri ahụ abịakwala ebe a ọzọ. |

| | | |
|---|---|---|
| vii | egbu | Otu mmanya si **egbu** nwoke ahụ adịghịzị mma. |
| viii | ote | Mụọza bụ **ote** nkwụ. |
| ix | Enye | Agaghị m **enye** gị ihe ahụ ị na-ana m. |
| x | ịnwụ | O nweghị onye chọrọ **ịnwụ** ọnwụ ike. |

## B. NNỌNEETITI (INFLECTIONAL SUFFIX)

Mgbakwụnye ọzọ akwụkwọ a ga-eleba anya bụ **Nnọneetiti**. Nnọneetiti bụ mkpụrụedemede, mkpụrụokwu maọbụ mkpụrụasụsụ na-adị n'etiti mkpụrụokwu nke ọ bụ mkpụrụọkwu abụọ bụ otu ụdị okwu mebere. Ọnọdụ mkpụrụedemede maọbụ mkpụrụasụsụ ahụ n'etiti mkpụrụokwu ahụ na-eme ka nghọta mkpụrụokwu ahụ nke e bu n'uche pụta ìhè. Mkpụrụokwu ndị ahụ a na-ewekọta ọnụ na-abụkanarị okwu ngwaa, okwu ngwaa. Mana, mkpụrụ asụsụ mgbakwụnye nnọneetiti na-adị na ha na-abụkanarị mkpụrụedemede mgbochiume maọbụ mkpụrụasụsụ. N'ihi ya, ọ bụ ngwaa abụọ bụ otu ihe na nkọwa ha, tinyere mkpụrụedemede mgbochiume mkpụrụasụsụ a chịkọrọ ọnụ dị ka otu mkpụrụokwu, ka e si enweta **nnọneetiti.**

A ga-egosipụta ihe ọmụmaatụ iji were kọwaa ihe ọmụmụ a bụ nnọneetiti.

| Ngwaa abụọ bụ otu ụdị | | Mkpụrụ-edemede Mgbochiume ga-anọ n'etiti mkpụrụ-okwu abụọ ahụ | Ijikọ ha ọnụ ka ha bụrụ mkpụrụ-okwu | Mkpụrụ-okwu si na njikọ ha ọnụ were pụta | Nnọnee titi |
|---|---|---|---|---|---|
| i | aba, aba | m | aba+m+aba | abamaba | M |
| ii | ome, ome | k | eme+k+ome | omekome | K |
| iii | esi, esi | m | esi+m+esi | esimesi | M |
| iv | aka, aka | r | aka+r+aka | akaraka | R |
| n | eri, eri | m | eri+m+eri | erimeri | M |
| vi | ebe, ebe | l | ebe+l+ebe | ebelebe | L |
| vii | *ekwu,ekwu* | r | ekwu+r+ekwu | ekwurekwu | R |
| *viii* | odu, odu | m | odu+m+odu | odumodu | M |
| ix | echi, echi | m | echi+m+echi | echimechi | M |
| x | oko, oko | m | oko+m+oko | okomoko | M |
| xi | aga, aga | d | aga+d+aga | agadaga | D |
| xii | mba, mba | da | mba+da+mba | mbadamba | Da |

A ga-eji ụfọdụ n'ime mkpụrọkwu ndị a e depụtachara n'elu nwechara nnọneetiti mee ahịrịokwu. Ihe ọmụmaatụ ahịrịokwu ndị ahụ bụ ndị a na-esota ugbua:

(i) Oke **abamaba** n'otu nzuzo dị iche iche na-enyezi nwoke ahụ nsogbu ugbua.

(ii) E jidere ndị **omekome** ahụ kpara arụ ụnyahụ.

(iii) Ihe gbasara **esimesi** doro nwaada ahụ anya nke ukwu.

(iv) **Akaraka** mmadụ niile abụghị otu.

(v) Nwoke ahụ chọrọ iji **erimeri** were merụọ anyị ahụ na mmemme ahụ e mere.

Werezịa mkpụrụokwu ndị ị maara nwere nnọneetiti mee ahịrịokwu ndị nke gị iji were gosipụta nghọta gị banyere **mgbakwụnye nnọneetiti.**

## CH. NSONAAZỤ

Nsonaazụ bụ mkpụrụedemede maọbụ mkpurụasụsụ a na-agbakwụnyere mkpurụokwu ijiri kọwapụta nghọta e bu n'uche maka mkpụrụokwu ahụ. Nsonaazụ na-enyere aka na mmebe okwu n'asụsụ Igbo n'ihi na mkpurụokwu ọbụla ọ batara na ya ga-ahapụ nghota ọ nọbụ na ya tupu ya bụ mgbakwụnye, ghọrọ ebumnuche okwu a chọrọ. Mkpụrụokwu ngwaa maọbụ mkpụrụasụsụ nwere ike inwe mgbakwụnye nsonaazụ.

A ga-ezipụta ihe ọmụmaatụ ụfọdụ ijiri kọwaa ihe ọmụmụ mgbakwụnye nsonaazụ.

| Mkpụrụokwu | | Mgbakwụnye mkpụrụedemede ụdaume maọbụ mkpụrụasụsụ nsonaazụ n'okwu | Mkpụrụokwu e nweta | Nsonaazụ |
|---|---|---|---|---|
| i | zi | zi +e | zie | e |
| ii | sụ | sụ + ọ | sụọ | ọ |
| iii | da | da + ra | dara | ra |
| iv | rụ | rụ + ọ | rụọ | ọ |
| v | di | di + e | die | e |
| vi | me | me + e | mee | e |
| vii | kọ | kọ + ọ | kọọ | ọ |
| viii | be | be + re | bere | re |
| ix | kpọ | kpọ + ọ | kpọọ | ọ |
| x | zi | zi + ri | ziri | ri |

E nwekwara ụdịrị mgbakwụnye nsonaazụ dị iche iche n'asụsụ Igbo. Ha bụ Nsonaazụ Mgbatị na Nsonaazụ Mgbanwe.

## I. NSONAAZỤ MGBANWE

Nsonaazụ mgbanwe bụ mkpụrụasụsụ mgbakwụnye na-etinyekwu nghọta na mkpurụokwu. Ọ na-eme ka nghọta ebumnuche okwu ahụ a gbakwụnyere zuo oke. Ihe ọmụmaatụ nsonaazụ mgbanwe bụ ndị a:

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| chọọ | kụọ | lie | mee | kpụọ |
| baa | mịa | kuo | tie | pụọ |
| dụọ | bee | kwuo | rịa | mụọ |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| buo | fee | gbaa | | |

## II. NSONAAZỤ MGBATỊ (EXTENSIONAL SUFFIX)

Nsonaazụ mgbatị bụkwa nsonaazụ nke na-eweru nghọta mkpurụokwu n'isi. Dị ka aha ya siri dị, ọ bụ nsọnaazụ na-agbatị nghọta na ebumnuche mkpụrụokwu ọ dị na ya. Ihe ọmụmaatụ bụ ndị a na-esota.

| | | | |
|---|---|---|---|
| agala | achọghị | beela | ziela |
| esoghị | ejela | miela | kurula |
| kwuola | kpụọla | ahịghị | machiela |
| tiela | zụrụla | gaghị | amụọla |
| ajụọla | diela | soghị | akọla |
| esula | amụọla | merela | amaghị |

## D. NSOKWỤNYE (ENCLITIC)

Nsokwụnye bụkwa mgbakwụnye ọzọ e nwekwara n'asụsụ Igbo. Nsokwụnye bụ mgbakwụnye ikpeazụ a na-etinye na mkpụrụokwu ijiri nweta nghọta ihe e bu n'uche. Mgbakwụnye nsokwụnye na-arụtụ nghọta okwu aka site n'ọnọdụ ya n'okwu. Mgbakwụnye nsokwụnye nwere ike kwụrụ onwe ya n'azụ mkpụrụokwu ọ ga-ahụ onwe ya, maọbụ nọnyere mkpụrụokwu ọ na-akọwa. Ma ọ nọdụụrụ onwe ya, ma ọ na-anọnyere mkpụrụokwu, ọnọdụ ya na mkpụrụokwu ga-abụrịrị n'azụ mkpụrụokwu ahụ ọ na-akọwa.

Dị ka otu aha ya siri dị, ọ bụghị na ọ bụrụ na ọ dịghị n'okwu na okwu ahụ agaghị enwe nghọta; kama ọ na-abụ mgbakwụnye a gbakwụnyere n'okwu ijiri wetaruo nkọwa okwu ahụ n'isi.

Mgbakwụnye nsokwụnye na-adị na mkpụrụokwu mkpọaha, nnọchiaha na ngwaa.

Ọ bụrụ na a gbakwụnyere nsokwụnye na mkpụrụokwu mkpọaha, a naghị edekọ ya na mkpọaha, ọnụ. a na-edesa ha edesa. Mkpọaha ga-eburu ụzọ, nsokwụnye ana-esota ya n’azụ. Ụfọdụ ihe ọmụmaatụ bụ ndị a na-esota ugbu a:

| | | | |
|---|---|---|---|
| nri kwu | oche ga | nwoke nụ | |
| ego cha | gịnị kwa | mmanụ ri | onye zi |
| oke kwanụ | nzukọ nwa | | |

A ga-eji ha mee ahịrịokwu n’otu n’otu ijiri zipụta nkọwa ha nke ọma.

(i) Nri kwu ka o nyeghị gị.
(ii) Nna m zụtara oche ga ụnyahụ.
(iii) E jidela nwoke nụ zuru ohi.
(iv) Ego cha bụ ihe nwaada ahụ na-ana gị.
(v) Gịnị kwa ka ị sị na ọ tara gị arụ?
(vi) Onye zi na-eme nke a?
(vii) Ọ zụtala mmanụ ri tupu a gwawa ya maka ya.
(viii) Ị na-ekwu na ụchịcha na-atakacha akwụkwọ, oke kwanụ sị gị gịnị?
(ix) Nzụkọ nwa unu na-ekwu maka ya taa enweghịzi isi.

Ọ bụrụkwanụ na a gbakwụnyere mkpụrụokwu bụ nnọchiaha nsokwụnye, a na-edesa ha edesa. A naghị edekọ ya na nnọchiaha ọ na-akọwa, ọnụ. Ọ ga-anọdụrụ onwe ya n’azụ

nnọchiaha ọ na-arụrụ ọrụ. Ụfọdụ ihe ọmụmaatụ maka nkọwa nke a bụ ndị a:

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| ọ kwa | ha ga | anyị zi | mụ kwu | ya sọ |
| unu kwanụ | mụ nwa | Ha cha | | |

Otu a bụ otu ha kwesịrị ịdị na mkpụrụokwu nnọchiaha a gbakwụnyere ha na ha. Lezịa otu ha siri kwụrụ n'ahịrịokwu e jicha ha mee n'otu n'otu:

(i) Ọ kwa ị maara na m gaghị abịa.
(ii) Onye nkuzi chọrọ ha ga ebe a.
(iii) Anyị zi ka o ruoro ugbua.
(iv) M kwu ka ị na-agwa okwu ọjọọ.
(v) Nwata ahụ o mere unu kwanụ gị?
(vi) Ha cha so mee ihe ahụ a na-ekwu maka ya.
(vii) Bịa ka anyị pụọ, hapụ ya sọ.

Mana ọ bụrụ na a na-agbakwụnye nsokwụnye na ngwaa, a na-edekọ ya na ngwaa ahụ a na-agbakụnyere ya na ya, ọnụ. A naghị edesa ha edesa dị ka o siri dị na mkpọaha na nnọchiaha. A na-agbakwụnye nsokwụnye n'azụ mkpụrụokwu ngwaa ọ na-arụrụ ọrụ site n'idekọ ha ọnụ. ihe ọmụmaatụ ụfọdụ banyere nke a bụ ndị a:

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| bịanụ | bụkwa | kpọzi | jikwu | sokwu | eduga |
| Jicha | bụzi | matakwanụ | makwa | | |

Mkpụrụokwu ndị ahụ niile nke bụcha mkpụrụasụsụ mgbakwụnye nsokwụnye a kachara ihe n'okpuru, bụcha

mkpụrụokwu ngwaa. Ọ bụ ya kpatara e jiri dekọchaa ha ọnụ. Ka e were ha mee ahịrịokwu n’otu n’otu.

(i) Bịanụ ebe a.
(ii) Ọ bụkwa nke a ka ị chọrọ?
(iii) Ọ kpọzi m aga ebe ahụ.
(iv) Uche bụkwu nwatakịrị ọzọ nwere ego.
(v) I sokwu ha emebi omenaala?
(vi) Anyị ga-eduga nwaanyị ahụ ụka echi.
(vii) Ndị agha ahụ jicha egbe na mma were gafee ebe a.
(viii) Ihe a ị na-eme ugbua bụzi onwe gị ka ị na-eme ya.
(ix) Matakwanụ na ihe ọjọọ adịghị mma omume.
(x) Ọ makwa na ị bịara ụnyahụ?

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ASAA

1. Dee ma kọwaa ihe bụ mgbakwụnye na uru ọ bara n’asụsụ Igbo.

2. Nnọneetiti o so wee bụrụ mgbakwụnye? Mee ka azịza gị doo anya nke ọma.

3. Nsokwụnye ọ pụtara gịnị n’asụsụ Igbo? Were ihe ọmụmaatụ kọwaa onwe gị nke ọma.

4. Gịnị bụ nganiihu? Kọwapụta otu o si arụ ọrụ n’asụsụ Igbo?

5. kedụ otu e si enweta nsonaazụ dị ka mgbakwụnye n’okwu Igbo.

6. Nyochaa nsonaazụ mgbanwe na nsonaazụ mgbatị nke ọma ka i were ahịrịokwu dị iche iche were kọwaa ọdịdị ha na ndịiche ha.

7. Were ọtụtụ ihe ịmaatụ were kọwaa nke ọma otu nsokwụnye si arụ ọrụ n'asụsụ Igbo.

8. Kedụ ihe bụ nsonaazụ n'asụsụ Igbo? Were ihe ọmụmaatụ wre ghụọ azịza gị ahụ.

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ASATỌ
## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ

## AMỤMÀMỤ ỤDÀASỤSỤ/FÒNETIIKISI – (PHONETICS)

Ihe e jiri mara mmadụ Chukwu kere bụ asụsụ. Ọ bụ mmadụ na-asụ asụsụ. Anụọhịa anaghị asụ asụsụ. Asụsụ ọbụla mmadụ na-asụ nwere ụda. Ọ bụkwa ụda asụsụ na-enye asụsụ nghọta. Ọ bụ site n'ụda asụsụ na-ada ka e si amata ihe ọ putara na ihe ọ na-arụtụ aka. Ụda okwu ọbụla nwere ihe ọ na-akọwa. Ọ bụkwa site n'ụda ya ahụ ka e si amata ihe nkọwa ya bụ. Ụda (sound) bụ otu ụzọ pụrụ iche n'iwepụta ma chịkọta okwu. Ọ bụrụ na ụda adịghị, imewe okwu, ịchịkọba okwu na ịghọta okwu ga-ahịa ahụ. Ọ bụkwa ihe ọmụmụ banyere ụda okwu, ebe okwu si apụta na kwa ihe ndị na-enyere aka n'ịhụ na a kpụrụ okwu ka a kpurụ ìtè ka a maara dị ka **Amụmàmụ Ụdaasụsụ** maọbụ **Fonetiikisi** nke a kpọr ***Phonetics*** ọ na bekee. Ihe ọmụmụ a ga-enyere aka nke ọma n'ịkọwapụta otu e si esi n'ụda enweta okwu, amata okwu, achịkọba okwu ma na-aghọtakwa okwu.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ
## MMEWE ỤDA OKWU

Ụda okwu ọbụla a na-ekwupụta nwere otu e si emewe ya na kwa ka e si akpọpụta ya. O nwekwara ihe ndị na-ejikọ aka ọnụ iji were hụ na ụda okwu bụ nke e si n'ebe mmadụ Chukwu kere were na-anụ. N'ihi nke a, ọ ga-abụ ihe magburu onwe ya ka e leba anya na mpaghara dị iche iche e nwere n'amụmamụ ụdaasụ/fonetiikisi. Amụmamụ ụdaasụsụ dị mpaghara atọ. Mpaghara ụdaasụsụ ndị ahụ e nwere na mmewe okwu Igbo bụ ndị a:

i) Amụmamụ Mkpọpụta ụda - Articulatory Phonetics
ii) Amụmamụ Ọdịdị Ụda - Acoustic Phonetics
iii) Amụmamụ Anụmụda - Auditory Phonetics

Ọ bụ mpaghara amụmamụ ụdịdị ụda atọ ndị ahụ e depụtara n'elu na-ejikọ aka ọnụ were na-emewe ụdaasụsụ Igbo. Mpaghara ọbụla nwere ụzọ o si arụ ọrụ nke ya n'ihe gbasara ụdaasụsụ Igbo. A ga-elebawa ha anya n'otu n'otu iji were mara ka ọrụ ha siri dị na kwa otu ha si atụta ụtụ na mmewe ụda okwu Igbo.

## I) AMỤMAMỤ MKPỌPỤTA ỤDA – ARTICULATORY PHONETICS

Amụmamụ mkpọpụta ụda bụ otu n'ime mpaghara atọ e nwere gbasara Amụmamụ Ụdaasụsụ Igbo. E nwekwuazịrị ike ịkpọ ya Ụdịdịụda Kemkpọpụta. Amụmamụ Mkpọpụta Ụda a bụ nke na-enyocha ma na-akọwapụta otu akụkụ ahụ dị iche iche e nwere n'ahụ mmadụ si enyere aka n'imepụta na iwepụta ụda okwu

site na mmegharị ahụ ha. Ọnụ mmadụ, mpaghara ọnụ mmadụ niile, ụfọdụ akụkụ ahụ mmadụ nwechara otu ha si enyere aka na-ime ka ụda okwu pụta site na mmegharị ha ma a na-eweputa okwu. Ọ bụ site na mmegharị ahụ, mpaghara ahụ ndị ahụ na-emegharị, na-eme ka echiche ghọọ okwu ma bụrụkwa nke nghọta ya na-adị n'ime ya.

## II) AMỤMAMỤ ỌDỊDỊ ỤDA – ACOUSTIC PHONESTICS

Amụmamụ ọdịdị ụda bụkwuazị mpaghara ọzọ na-enyere aka n'iwepụta ụdasụsụ. A makwaara amụmamụ ọdịdị ụda dị ka **Sayensị ụdaụda**. Ụdịrị amụmamụ ụdaasụsụ a bụ nke na-enyocha ma na-arụtụkwa aka n'ọkpụrụkpụ ihe ndị ahụ a na-ahụ anya maọbụ na-enwe mmetụta ha ma ọ bụrụ na mmewe ụda okwu na-aga n'ihu. N'amụmamụ a, a na-enwe **mmajijiji mkpọụda** nke na-apụta ìhè ma a na-akpọpụta okwu. Ọ bụkwa ikuku anyị ji imi anyị ekuru so eme ka mkpọputa (vocal cords) maa jijiji ma a na-ewepụta ụda okwu. Ọ bụrụ na a na-akpọputa ụda, ikuku na-esi na nkuume were banye n'ọwa akpọmụda (air stream) tupu ọ pụta n'ọnụ ebe ụda okwu ga-esizi were puta ìhè ma bụrụkwa nke a nụrụ. Ọ bụ ọwa akpọmụda na-enye ike iji were si n'ọnụ wepụta maọbụ kpọputa ụda okwu. Ọ bụrụ na a kpọpụta ụda okwu, olu na-eme ụńara. A na-ahụkwa ụńara ahụ ma ọ na-eme mgbe ụda okwu na-apụta.

## III) AMỤMAMỤ ANỤMỤDA – AUDITORY PHONETICS

Amụmamụ Anụmụda (Auditory Phonestics) bụ mpaghara Amụmamụ Ụtọasụsụ na-enyere aka n'ụzọ purụ iche n'imewe

na kwa iwepụta ụda okwu n’asụsụ. Ụda ọbụla dapụtaranụ bụ ntị ka e ji anụ ya. Ọ bụkwa ntị na-eme ka isi na mpaghara ahụ ọbụla mara na e nwere ụda. Ọ bụkwa ntị (ear) na-akọwa ụda na kwa ụdịrị ụda e nwere, ebe ụda siri puta na kwa otu ụda ahụ siri dị. N’ihi nke a, ntị bara nnukwu uru na mmewe ụda okwu. Ọrụ ntị (ear) na-arụ na mmewe ụda gbara ọkpụrụkpụ ma dikwuazị ezigbo mkpa na ndụ mmadụ. Okwu ọbụla anyị na-ekwu, asụsụ ọbụla anyị na-asụ, mkpọtụ ọbụla anyị na-eme, ụńara ahụ anyị na-eziputa, bụ ntị ka e ji anụ ha ma na-amatakwa ha. O kwesịkwara ka anyị mata na ụda okwu ọbụla e nwere bụ site n’ikuku ka e si ezipụta ya.  Okwu ọbụla maọbụ ụda okwu ọbụla bụ site n’ikuku ka o si aba na ntị. Ọ bụrụ na ikuku buru ụda banye na ntị, ọ bụ ntị ga-anụ ya ma mata na e nwere uda. Ọ bụkwa ka onye na-anụ maọbụ nụrụ ụda (hearer) ji amata na ọ nụrụ ụda. Ọ bụkwa ụda ntị nụrụ ka ọ na-ezije ozigbo ozigbo n’ụbụrụ isi maka nkọwa na mpụtara ụda ahụ ntị nụrụ. Ọ bụ ihe (ụda) ntị nụrụ bụkwa nke na-agbago n’ụbụrụ isi, ka ụbụrụ isi na-achịkọta, kpọputa ma wekọta ọnụ maka nghọta, mmata na ntapịa. N’ihi nke a, ntị bara nnukwu uru n’amụmamụ ụda maka na ọ bụ ntị na-anụ ụda tupu o site n’agịrị ọbara were banye n’ụbụrụ bụzị ebe a ga-atapia ya ma wube ya.

## IHE OMUME BANYERE NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ASATỌ

1. Dee ma kọwaa ihe bụ amụmamụ ụda asụsụ.

2. Gịnị bụ amụmamụ mkpọpụta ụda?

3. Kọwaa ihe bụ amụmamụ ọdịdị ụda.

4. E nwere ihe dịka amụmamụ anụmụda?

5. Depụta ndịiche dị n'etiti amụmamụ ọdịdị ụda na amụmamụ anụmụda.

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ITOOLU
## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
## ỌDỊDỊ ỤDAASỤSỤ (FỌNỌLỌJỊ) – PHONOLOGY

Asụsụ ọbụla mmadụ na-asụ nwere ụda. Otu ahụ kwa ka o siri dị n'asụsụ Igbo bụ asụsụ e jiri mara ndị Igbo. Asụsụ nwere otu e

si akpọpụta ya. Ọ bụkwuazị otu ahụ e siri kpọpụta ha ka a ga-esi nụ ya.

Mkpụrụokwu ọbụla si mmadụ n'ọnụ puta nwere ebe e si akpọpụta ya. O nwekwuazịrị otu e si akpọpụta ya bụ okwu. Ọ bụ ihe ọmụmụ banyere ụmụ irighiri ụda okwu ma mgbe a na-akpọpụta ya, ma mgbe a na-anụ ya ka a maara dị ka **ọdịdị ụdaasụsụ (fọnọlọji)**. Ụda okwu ọbụla nwere otu o si adị. Ọ bụrụ na a na-akpọpụta okwu, gee ntị nke ọma, a ga-achọpụta na ndịiche dị n'ụda okwu a na-akpọpụta. Ọ bụghị otu ụda ka okwu niile na-abụ. Ụda okwu ọbụla na-akọwapụta ma na-egosipụtakwa ebe ya bụ okwu si na kwa ka e siri kpọpụta ya. N'ihi nke a, ọdịdị ụdaasụsụ (Fọnọlọji) na-arụtụ aka ma na-akọwapụta maka ụda okwu, ụdịrị ụda okwu ka e si akpọputa ụda okwu na kwa ebe dị iche iche ụda okwu ndị ahụ si apụta. Ihe ọmụmụ banyere ọdịdị ụdaasụsụ(fọnọlọji) ga-enyere onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo, aka ijiri mata nke ọma ntọnaala ụda asụsụ ọ na-amụ. Ihe nke a na-akọwa bụ na ọ ga-enyere onye dị otu ahụ aka ịmata ndịiche na myiri dị n'ụda okwu maọbụ asụsụ ọ na-amụ maka ya. Iji maa atụ, ọtụtụ, ọtụtụ okwu na-eyi onwe ha, ọ kachasị a na-akpọputa ha maọbụ na-edepụta ha. Mana, ọ bụ site n'ụda ha, otu e siri kpọputa ha, ka e siri nụ ha na kwa nghọta ha na-ezipụta, na-egosipụta otu ụdịrị okwu ndị ahụ siri dị iche maọbụ yie onwe ha. N'ihi nke a, ihe ọmụmụ banyere **Ọdịdị Ụdaasụsụ - Fọnọlọji (Phonology)** dị ezigbo mkpa n'ihe ọmụmụ Asụsụ na Ụtọasụsụ Igo.

## IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ
## MKPỤRỤỤDAASỤSỤ (FỌNỊM) – PHONEME

Mkpụrụụsaasụsụ bụ ụmụ irighiri ụda okwu na-enwe ụda, ma bụrụkwa nke e ji emebe okwu. Okwu ọbụla mmadụ kwuru,

mkpọpụta maọbụ ụzụ mmadụ mere, na-enwe ụda. Otu ahụ kwa ka o siri dị n'asụsụ mmadụ na-asụ. Asụsụ jupụtara n'ụda. Ọ bụkwa ụda ahụ jupụtara n'asụsụ na-eme ka asụsụ nwee nghọta, nwee otu e si akpọpụta ya na kwa ebe e si akpọputa ya. N'ihi nke a, mkpụrụ okwu ọbụla ma bụrụkwa nke e jikọlatara ọnụ n'ụdịrị mkpụrụ edemede nwere ụda aka ya, nwee otu e si akpọpụta ya na kwa ebe e si akpọpụta ya. Ọ bụkwa ụdịrị ụda ọ na-ezipụta na-enye okwu maọbụ asụsụ ụdịrị ụda o bu na kwa nkọwa ọ nọ n'ime ya.

A na-enweta mkpụrụụdaasụsụ n'okwu n'ihi na okwu Igbo maọbụ asụsụ Igbo, bụ ụda dị n'okwu ahụ maọbụ asụsụ ahụ, na-akọwa ya ma gosipụtakwa nghọta ya na ndịiche okwu. N'ihi ya, mkpụrụụdaasụsụ bụ ụmụ irighiri mkpụrụ ụda okwu maọbụ asụsụ a na-enweta n'okwu maọbụ n'asụsụ. Mkpurụụdaasụsụ ọbụla na-eweta mgbanwe ma wepụtakwa nghọta dị n'ime okwu maọbụ asụsụ ọ nọ na ya . Ebe ọnọdụ dị otu a na-apụtakanarị ìhè bụ n'okwu yiri onwe ha. Nke a ga-emezi ka a ghọta na mkpụrụụdaasụsụ (fọnịm) na-esekwa elu nke ọma **n'okwu mkpịiche *(minimal pairs)*** e nwere n'okwu Igbo maọbụ asụsụ Igbo. N'ụdịrị okwu ndị a bụ mkpịiche ***(minimal pairs),*** ọ bụ ụda ka e ji amata ma chọpụta ndịiche ha. Ọ bụkwa mkpụrụ ụda sikwa na mkpụrụ okwu maọbụ mkpụrụ edemede pụta ìhè ka e si amata ndịiche dị n'okwu ndị ahụ yiri onwe ha. Ụda bụ na ntị ka a na-anụ ya, mana o nwekwuazịrị otu e si egosipụta ya ka a hụ ya anya, site n'izipụta ya n'ụdịrị mkpụrụ edemede okwu. N'ihi ya, ọ bụ site n'ụda ka mkpụrụụdaasụsụ si egosipụta onwe ya n'okwu ọ nọ na ya. Mana ghọtakwa na mkpụrụụdaasụsụ dị

iche na mkpụrụedemede mana ọ bụ site na mkpọpụta mkpụrụedemede ka e si ezipụta mkpụrụụdaasụsụ n'okwu.

A ga-edepụta ihe ọmụmaatụ ụfọdụ banyere mkpụrụụdaasụsụ (fọnịm).

| OKWU/ MKPỤRỤOKWU (WORDS) | | MKPỤRỤỤDAASỤSỤ (FỌNỊM) - PHONEME | NDEPỤTAGHARỊ MKPỤRỤỤDAASỤSỤ (PHONEMIC TRANSCRIPTION) |
|---|---|---|---|
| **I** | **chee, kee** | **/ts/ /k/** | **/ch/ /k/** |
| **ii** | **anyụ, anwụ** | **/ ɳ/ /ŋw/** | **/ny/ /nw/** |
| **iii.** | **ajụ, akwụ** | **/dʒ / /kw/** | **/j/ /kw/** |
| **iv.** | **rụọ, ńụọ** | **/r/ / ŋ/** | **/r/ /ṅ/** |
| **v.** | **agba, akpa** | **/gb/ /kp/** | **/gb/ /kp** |
| **vi.** | **ghụọ, dụọ** | **/r/ /d/** | **/gh/ /d/** |
| **vii.** | **kpọta, chọta** | **/kp/ /tʃ /** | **/kp/ /ch/** |
| **viii.** | **amara, akara** | **/m/ /k/** | **/m/ /k/** |
| **ix.** | **ụzọ, ụlọ** | **/z/ /l/** | **/z/ /l/** |
| **x.** | **asha, akwa** | **/s/ /kw/** | **/sh/ /kw/** |
| **xi.** | **mịa, pịa** | **/m/ /p/** | **/m/ /p/** |
| **xii.** | **ije, iche** | **/dʒ/ /tʃ/** | **/j/ /ch/** |

Okwu ndị ahụ niile e depụtara na mpaghara akaekpe n'akpati ihe ọmụmaatụ ahụ e sepụtara ma gosipụtakwa n'elu ka a maara dị ka **mkpiiche *(Minimal Pairs)***. Ọ bụrụ na e leruo anya ala a ga-ahụ na ha yichara onwe ha mana ha abụghị otu ụdịrị okwu maọbụ otu ụdịrị mkpụrụokwu. Ụda ha yitewere, mana ha abụghị otu ụdịrị ụda n'ihi na o nwere mkpụrụụdaasụsụ mere ka nghọta ha na nghọta ha dị iche. Ọ bụkwa mkpụrụ edemede ndị ahụ e zipụtara n'akara nhu (slanty lines) dịcha na mpaghara

akanri bụcha mkpụrụụdaasụsụ dị na ha. Ihe e ji were akara nhu *(slanty lines)* zipụtachaa ha bụ iji gosipụta na ha bụcha mkpụrụụdaasụsụ n'okwu maọbụ mkpụrụokwu ụda ha na-aha ọnụ.

Mkpụrụụdaasụsụ ndị ahụ bụ:

**/ts/ /k/ / n / /ŋʷ/ /dʒ/ /kw/**
**/r/ /ŋ/ /gb/ /kp/ /r/ /d/ /kp/**
**/tʃ/ /m/ /k/ /z/ /l/ /s/ /kw/**
**/m/ /p/ /dʒ/ /tʃ/**

Mkpụrụ okwu maọbụ mkpụrụ edemede ndị ahụ niile e depụtara n'akara nhu bụcha mkpụrụụdaasụsụ n'ime okwu maọbụ mkpụrụokwu ha nọcha na ha. Matakwa na mkpụrụụdaasụsụ anaghị akwụrụ onwe ya. Mkpụrụụdaasụsụ na-anọ n'ime okwu maọbụ n'ime mkpụrụụdaasụsụ ebe ọrụ ya na-apụta ihe ma nyekwara aka n'ụda okwu.

A ga-edepụtakwa ndepụtagharị mkpụrụụdaasụsụ ndị ahụ e depụtara n'elu. Ndepụtagharị mkpụrụụdaasụsụ ndị ahụ bụ ndị a:

**/ch/ /k/ /ny/ /nw/ /j/ /kw/ /r/ /ń/ /gb/**
**/kp/ /gh/ /d/ /kp/ /ch/ /m/ /k/ /z/ /l/**
**/sh/ /kw/ /m/ /p/ /j/ /ch/**

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ATỌ
## NKÈỤDỊ MKPỤRỤỤDAASỤSỤ - CLASSIFICATION OF PHONEME

Mkpụrụụdaasụsụ nwere nkeụdị abụọ. Ọ bụ nkeụdị abụọ ahụ ka a maara dị ka mpaghara ụdịrị ụda abụọ a na-ahụtawa ma na-achọpụtakwa n'ime mkpụrụụdaasụsụ. Ụzọ ụda abụọ a na-ekwu maka ha bụcha mkpụrụụdaasụsụ, mana o kwesịrị ka a mata ka ha siri kwụrụ na kwa ka ụda siri dịrị n'ụda mkpụrụụdaasụsụ ha nọcha na ya. Nkeụdị mkpụrụụdaasụsụ ndị ahụ e nwere bụ **Mkpụrụụdaasụsụ Ụdanke (Segmental Phoneme)** na **Mkpụrụụdaasụsụ Ụda Nsokwasị Nke (Suprasegmental Phoneme).** A ga-edepụtazi nkeụdị ụda abụọ n'otu n'otu ma nyekwa nkọwa ha dị ka o siri kwesị.

## A. MKPỤRỤỤDAASỤSỤ ỤDANKE (SEGMENTAL PHONEME)

Mkpụrụụdaasụsụ Ụdanke bụ otu n'ime Nkeụdị Mkpụrụụdaasụsụ e nwere na mkpụrụụdaasụsụ. N'ihe ọmụmụ na kwa nkuzi banyere asụsụ, ụtọasụsụ na kwa ụdaasụsụ Igbo, ọ bụ ụda ka e ji amata mkpụrụụdaasụsụ (fọnịm) ma bụrụkwa nke a na-eji ndepụta ọdịmara (symbol) were na-egosipụta ijiri mee ka a na-amata otu ụda ndị ahụ na-adị na kwa ka e si akpọpụta ha. Mkpụrụụdaasụsụ Ụdanke bụ mkụrụụdaasụsụ ndị ahụ na-apụta ihe n'ụda ụdaume (vowel sounds) na kwa ụda mgbochiume (consonant sounds). N'ihi ya, ụda ụdaume na ụda mgbochiume niile na-apụta ihe na mkpụrụụdaasụsụ ka a maara dị ka mkpụrụụdaasụsụ ụdanke. Ọ bụ eziokwu na a naghị ahụ ụda anya, na ọ bụ na ntị ka a na-anụ ya. Mana a na-eji ọdịmara were na-ezipụta ụda ndị ahụ dị ka ha si ada na kwa ka e si akpọpụta ha. Ihe ọmụmaatụ banyere Mkpụrụụdaasụsụ Ụdanke bụ ndị a:

| MKPỤRUỤDAASỤSỤ ỤDANKE (SEGMENTAL PHONEME) | NDEPỤTAGHARỊ MKPỤRỤỤDAASỤSỤ ỤDANKE (TRANSCRIPTION OF SEGMENTAL PHONEME) |
|---|---|
| a | a |
| ʊ | ụ |
| ɔ | ọ |
| i | i |
| ɛ | ị |
| e | e |
| b | b |
| tʃ | ch |
| d | d |
| f | f |
| g | g |
| r | gh |
| gw | gw |
| L | *l* |
| m | m |
| n | n |
| ŋ | ṅ |
| ŋw | nw |
| ɲ | ny |
| o | o |
| p | p |
| r | r |
| s | s |
| ʃ | sh |
| t | t |
| h | h |
| dʒ | j |
| k | k |
| v | v |
| z | z |
| w | w |

Mkpụrụụdaasụsụ Ụdanke ndị ahụ niile e depụtara ma tụgharịkwa n'ụzọ onye na-amụ ya maọbụ na-agụ ya ga-esi ghọta bụ mkpụrụụdaasụsụ na-adị n'okwu. Ọ bụkwa n'ime okwu ka ha na-arụ ọrụ ma na-aputakwa ihe.

## B. MKPỤRỤỤDAASỤSỤ ỤDA NSOKWASINKE (SUPRASEGMENTAL PHONEME)

Mkpụrụụdaasụsụ Ụda Nsokwasinke bụkwa nkeụdị mkpụrụụdaasụsụ ọzọ e nwere. Nkeụdị mkpụrụụdaasụsụ a nwere agwara (features) na njirimara (characteristics) o jiri gbaa onwe ya okirikiri ma werekwa ya kwụpụta n'ụdịrị mkpụrụụdaasụsụ. Ọ bụ agwara na njirimara ndị ahụ niile bụ ihe ndị na-akọwapụta ya ma na-egosipụtakwa ya dị ka mkpụrụụdaasụsụ nsokwasinke. Agwara maọbụ njirimara ụfọdụ ndị ahụ hiwere mkpụrụụdaasnsokwasinke bụ:

| | | | |
|---|---|---|---|
| i) | Ikeolu | - | Stress |
| ii) | Ndebeolu/Njeolu | - | Intonation |
| iii) | Oge | - | Duration |
| iv) | Ụdaolu | - | Tone |

Agwara mkpụrụụdaasụsụ nsokwasinke ndị ahụ niile e depụtara n'elu bụ ndị a ga-enye ntakịrị nkọwa maka ha n'otu n'otu.

Ikeolu na-ewelite ụda dị n'okwu maọbụ na nkejiokwu ma mee ya ka ọ daa ụda karịa. O sikwa n'ọnọdụ dị otu a were na-ewepụta dị n'ụdịrị okwu ahụ maọbụ nkejiokwu ahụ ọ kachasị ndị yiri onwe ha mana ha abụghị otu ihe ma na nkọwa ha ma na nghọta ha.

Ndebeolu/Ngeolu gbasara otu okwu si agbago elu maọbụ gbadata ala bụkwa nke na-egosipụta n'ọnọdụ piichi (pitch). Ụdịrị ọnọdụ na nsuso mkpụrụokwu na-akọwa ihe ma dịrịkwa otu na-ajụ ajụjụ.

Oge na-akọwa otu ụda okwu nwere ike isi were dị ogologo na mkpọpụta ya, maọbụ dị mkpụmkpụ mgbe a na-akpọpụta ya. Okwu ụfọdụ na-eseti eseti ma a na-akpọpụta ya, ma nwekwaa okwu ndị ụda ha na-adị nkenke na mkpọpụta ha. Ọnọdụ dị otu a na-emetụtakwa nzipụta na nghọta dị n'okwu nke a metụtara.

Ụdaolu ngwe bụ ụdịrị ụda na-adapụta ma bụrụkwa nke a na-enweta ma ọ bụrụ na ngereolu/piichi si ebe ọ nọ gaa ebe ọzọ, maọbụ na-agaghari̩.

Ụdaolu bụ ụda a na-enweta n'okwu site n'ọnọdụ piichi na-anọ ma a na-akpọpụta ụda okwu. Ọ bụrụ na a na-akpọpụta ụda okwu, a na-enwe ụda dị iche iche dị ka ụda gbagoro n'elu maọbụ ụda gbadatara n'ala. Ọ bụkwa site na ngọpụta piichi okwu na-ewepụta ka e si amata nke a. N'ihi ya, ụdaolu na-egosipụtakwa nke ọma na mkpụrụụdaasụsụ nsokwasinke site n'otu ụda si enyere aka n'iwepụta okwu. E sikwa ụdaolu amata ndịiche dị n'okwu yiri onwe ha na kwa nghọta dị n'ime ha. Ọtụtụ mgbe, ọ bụ site n'ụda ka e si amata ma na-aghọta nkọwa dị iche iche dị n'otu okwu nwere otu ụdịrị nsụpe. A na-esikwuazị n'ụdaolu amata ndịiche dịkwa na nghọta ahịrịokwu yiri onwe ha na kwa echiche dị n'ime ha. Mgbe a na-achọ ka e zipụta ndịiche dị n'okwu ndị yiri onwe ha n'asụsụ Igbo a na-eji akaraụdaolu me nke ahụ. Akaraụdaolu e nwere n'asụsụ Igbo dị atọ. Ha bụ:

| | | | |
|---|---|---|---|
| **i)** | Akaraelu | - | / |
| **ii)** | Akaraala | - | \ |
| **iii)** | Akaransuda | - | – |

Ọ bụ akaraolu ndị a ka e ji ezipụta ụda dị n'okwu ijiri wepụta nghọta ya.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ANỌ
## NDỊICHE DỊ N'ETITI MKPỤRỤEDEMEDE NA MKPỤRỤỤDAASỤSỤ

Ndịiche dị na ha abụọ bụ na mkpụrụedemede nwere ike ịkwụrụ onwe ya dị ka otu o siri dị n'abịdịị Igbo. Mana mkpụrụụdaasụsụ agaghị enwe ike ịkwụrụ onwe ya dị ka mkpụrụedemede. Mkpụrụụdaasụsụ na-apụta n'ụdịrị ụda. Ọ na-egosipụtakwa ụdịrị ụda dị iche iche a na-enweta n'okwu otu e si akpọpụta ha na kwa ebe e si akpọpụta ha. Ọ bụ n'ime **okwu** maọbụ na **mkpụrụ okwu** ka mkpụrụụdaasụsụ na-arụ ọrụ. O nwee otu e siri wepụ mkpụrụụdaasụsụ n'okwu maọbụ mkpụrụ okwu, okwu ahụ maọbụ mkpụrụ okwu ahụ na-eri mperi. Ọ gaghị enwe ụda. Nghọta zuru oke agaghị adịzị ya n'ihi ụda so enye okwu nghọta.

# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ISE
# MKPỤRỤASỤSỤ (MỌFỊM) – MORPHEME

Mkpụrụasụsụ bụ ụmụ mkpụrụ okwu a na-enweta n’okwu maọbụ na mkpụrụokwu nke ọ ga-abụ ọ bụrụ na ọ kwụrụ onwe ya, o nwee ụda ma nwekwuazị nghọta. Mana, ghọtakwa na o nwere ụda na nghọta agaghị eme ya ka ọ bụrụ mkpurụokwu. Otu mkpụrụasụsụ maọbụ karịa nwere ike imewe okwu maọbụ mkpụrụ okwu. Mgbe otu mkpụrụasụsụ na-emebe okwu maọbụ mkpụrụ okwu bụ mgbe a na-enweghịzi ike ikeri ya, dị ka mkpụrụasụsụ (mọfịm) siri dị. N’ihi nke, mkpụrụasụsụ na-atụta nnukwu ụtụ na mmebe okwu n’asụsụ Igbo. Ụfọdụ ihe ọmụmaatụ mkpụrụasụsụ bụ ndị a:

| Mkpụrụokwu | | Mkpụrụasụsụ | Mkpurụasụsụ ole dị na mkpụrụokwu |
|---|---|---|---|
| i | cheta | che - ta | abụọ |
| ii | zipụ | zi - pụ | abụọ |
| iii | Di | dị | otu |
| iv | kwupụta | kwu - pụ - ta | atọ |
| v | So | so | otu |
| vi | Ma | ma | otu |
| vii | ekwuola | e - kwu - o - la | anọ |
| viii | jidere | ji - de - re | atọ |
| ix | bụ | bụ | otu |
| x | dibe | di - be | abụọ |
| xi | chọpụtakwara | chọ - pụ - ta – kwa - ra | Ise |

| | | | |
|---|---|---|---|
| xii | chị | chị | otu |
| xiii | nchụpụ | n- chụ - pụ | atọ |
| xiv | nọ | nọ | otu |
| xv | kwezuonụ | kwe - zu - o - nụ | anọ |
| xvi | mere | me - re | abụọ |

Ọ bụrụ na mkpurụokwu nnọchiaha nọrọ n'ahịrịokwu, ha na-arụkwa ọrụ dị ka mkpụrụasụsụ n'ahịrịokwu ahụ ha nọcha na ya. Ha (nnọchiaha) nọrọ n'ahịrịokwu, ha na-akwụrụ onwe ha. Ha bụchakwa mkpụrụasụsụ ebe ahụ ha kwụụrụ onwe ha n'ahịrịokwu. Ọmụmaatụ ụfọdụ bụ ndị a na-esota:

| **Nnọchiaha dị ka mkpụrụasụsụ** | | **Ka ha siri kwụrụ n'ahịrịokwu na ọrụ ha na-arụ** |
|---|---|---|
| i | o | O buuru osisi ahụ. |
| ii | i | I doro iyi n'ube ahụ n'ezie? |
| iii | a | A ga-ejiderịrị onye ohi ahụ. |
| iv | ị | Ị pụrụ mgbe egwu amalitebeghị. |
| v | e | E mere ya ihe kwesịrị ya |
| vi | ọ | Ọ chọghị iji anya ya hụ Ngozi. |
| vii | ya | Amaka kpọrọ ya oku. |
| viii | m | M gaghị ele mmọnwụ ahụ anya ọzọ. |
| ix | anyị | Umeọjị chọrọ ịhụ anyị na mgbede. |
| x | gị | Ọ bụ gị ka m na-agwa okwu a. |
| xi | unu | Unu amaghị onye nwoke ahụ bụ. |
| xii | ha | Ha chọrọ igbu m. |

Nnọchiaha niile ahụ a kachara ihe n'okpuru rụchara ọrụ dị ka mkpụrụasụsụ n'ahịrịokwu ahụ ha nọcha na ya.

**(i) NDỊICHE DỊ N'ETITI MKPỤRỤASỤSỤ NA MKPỤRỤỤDAASỤSỤ**

Mkpụrụasụsụ (Mofịm) bụ ụmụ mkpụrụ okwu nwere ike ịkwụrụ onwe ya ma ọ bụrụ na e kewapụta ya n'okwu maọbụ na mkpụrụokwu ọ dị na ya. O nwekwara otu mkpụrụokwu ga-esi dị, ọ gaghịkwa ekwe nkeri. Ọnọdụ dị otu a na-eme mkpụrụokwu ahụ ọ bụrụ mkpụrụasụsụ n'ihi na e keribe ya (ụdịrị mkpụrụokwu ahụ) ọ dịghị ihe ọbụla a ga-esi na ya kewapụtakwa ọzọ. Mkpụrụasụsụ (Mọfịm) na-enwe nghọta ma nwekwuazị ụda ma ọ bụrụ na ọ kwụrụ onwe ya maọbụ e kewapụta ya n'okwu.

Mana mkpụrụụdaasụsụ agaghị enwe ike kwụrụ onwe ya. Ọ bụ n'ime okwu maọbụ mkpụrụ okwu ọ dị n'ime ya ka ụda ya na-adị. Nghọta mkpụrụụdaasụsụ na-ada mmiri ma a chọọ ikewapụta ya iche. Mana, ọ dịghị otu ahụ na mkpụrụasụsụ n'ihi na nghọta mkpụrụasụsụ anaghị emi ala ma e kewapụta ya.

**(ii) MKPỤRỤEDEMEDE NDỊ NWERE IKE ỊBỤ MKPỤRỤASỤSỤ MAỌBỤ MKPỤRỤOKWU**

N'ụtọasụsụ Igbo, e nwere mkpụrụedemede ndị nwere ike bụrụ mkpụrụasụsụ maọbụ mkpụrụokwu. Ha bụ mkpụrụedemede ndị ọ ga-abụ ha kwụrụ onwe ha, ha enwee ụda ma nwekwuazị nghọta zuru oke. Ọ dịghị okwu ọbụla a na-agbakwụnyere ha iji were nye ha ụda ma ọ bụ nghọta n'ihi na ha na ụda ha na nghọta ha na-ayị. Mkpụrụedemede ndị ahụ na-arụ ụdịrị orụ a, na-abụkanarị mkpụrụedemede ụdaume. Ọ bụ mkpụrụedemede

ụdaume isii n'ime ụdaume asatọ e nwere n'asụsụ Igbo na-arụ ụdịrị ọrụ a. Mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ bụ ndị a:

| A | Ị | O | E | I | Ọ |
|---|---|---|---|---|---|

I were anya gbaa ogige nke ọma, ị ga-achọpụta na ọ bụ U na Ụ bụ mkpụrụedemede ndị esoghị na ndị ahụ nwere ike ịrụ ọrụ dị ka ***Mkpụrụasụsụ*** maọbụ ***Mkpụrụokwu.*** Ihe kpatara nke a bụ na ọ bụrụ na **U** na **Ụ** kwụrụ onwe ha, ha ga-enwe ụda mana ha agaghị enwe nghọta dị ka otu ndị ọzọ ga-esi nwee.

A bịa na myiriụdaume, ọ bụ otu mkpụrụedemede myiriụdaume nwekwuazịrị ike ịrụ ọrụ dị ka ***mkpụrụasụsụ*** maọbụ ***mkpụrụokwu*** n'asụsụ Igbo dị ka mkpụrụedemede ụdaume isii ndị ahụ e derela maka ha. Mkpụrụedemede myiriụdaume ahụ a na-ekwu maka ya bụ:

| M |
|---|

**M** na-arụ ọrụ n'okwu dị ka ***mkpụrụasụsụ*** maọbụ ***mkpụrụokwu*** n'asụsụ Igbo, n'ihi na ọ kwụrụ onwe ya, ọ ga-enwe ụda ma nwekwuazị nghọta.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ISII
## ỤDỊ MKPỤRỤASỤSỤ (MỌFỊM) E NWERE

E nwere ụdịrị mkpụrụasụsụ dị iche iche n’asụsụ Igbo. Nke ọbụla n’ime ha na-egosi ụdịrị mkpụrụasụsụ ọ bụ na otu o si arụ ọrụ. Mkpụrụasụsụ ndị ahụ bụ ndị a:

**a) MKPỤRỤASỤSỤ (MỌFỊM) NDABE (BOUND MORPHEME)**

**b) MKPỤRỤASỤSỤ (MỌFỊM) NNỌRỌONWE (FREE MORPHEME)**

A ga-amalite lebawa ha anya n’otu n’otu iji were mata otu ha si arụ ọrụ na ọnọdụ ha n’ụtọasụsụ Igbo. Nke a ga-ebu ụzọ leba anya bụ:

### A) MKPỤRỤASỤSỤ (MỌFỊM) NDABE – BOUND MORPHEME

Mkpụrụasụsụ (Mọfịm) ndabe bụ mkpụrụasụsụ ndị na-ejikọta onwe ha ọnụ iji were mepụta mkpụrụokwu. Ọ bụ na mkpụrụokwu nwegachara mgbakwụnye ka a na-enweta mkpụrụasụsụ ndabe. Ọ bụ mgbakwụnye dị iche iche e wekọtara ọnụ iji were nweta mkpụrụokwu. Mkpụrụokwu enweghị mgbakwụnye anaghị enwe mkpụrụasụsụ (mọfịm) ndabe. Ọ bụ ụmụ mkpụrụ okwu ndị ahụ a na-ekewapụta n’okwu maọbụ na mkpurụokwu ka a maara dị ka mkpụrụasụsụ (mọfịm) ndabe. Mkpụrụasụsụ(mọfịm) ndabe na-enyere aka n’imezu

ebumnuche mkpụrụokwu. Ọ bụ site na mnwekọta ọnụ nghọta ha na ụda ha ka mkpụrụokwu ha nọcha n'ime ya ji ezu oke. Ụfọdụ ihe ọmụmaatụ banyere mkpụrụasụsụ (mọfịm) ndabe bụ ndị a na-esota.

| Mkpụrụokwu | | Mkpụrụasụsụ (Mọfịm) Ndabe | Mkpurụasụsụ (Mọfịm) ndabe ole dị na mkpụrụokwu |
|---|---|---|---|
| i | achọla | a - chọ - la | atọ |
| ii | mwekọta | m - we - kọ - ta | anọ |
| iii | kwuru | kwu - ru | abụọ |
| iv | kpọọrọ | kpọ - ọ - rọ | atọ |
| v | mmụkọrịta | m - mụ - kọ - rị - ta | ise |
| vi | napụtara | na - pụ - ta - ra | anọ |
| vii | bere | be - re | abụọ |
| viii | mkpọpụta | m - kpọ - pụ - ta | anọ |
| ix | gbagharịkatara | gba - gha - rị - ka ta - ra | isii |
| x | jụọ | jụ - ọ | abụọ |

## (B) MKPỤRỤASỤSỤ (MỌFỊM) NNỌRỌONWE – FREE MORPHEME

Mkpụrụasụsụ (mọfịm) nnọrọonwe bụ mkpụrụasụsụ (mọfịm) nke ọ bụ naanị ya na-emebe mkpụrụokwu. A naghị enwe mgbakwụnye maọbụ njikọta ọnụ maọbụ mwekọta ọnụ tupu e

nweta mkpụrụụasụsụ (mọfịm) nnọrọonwe. N’ihi nke a, ọ bụ mgbe otu mkpụrụasụsụ (mọfịm) na-anọrọ onwe ya ka a na-enweta mkpụrụụasụsụ (mọfịm) nnọrọonwe.

Mkpụrụasụsụ (mọfịm) nnọrọonwe nwere ike ịbụ otu mkpụrụedemede dị ka o siri dị na nnọchiaha ụfọdụ nke ọ bụ mkpụrụedemede ụdaume isii na-emebe dị ka.

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| **a** | **ị** | **o** | **e** | **ọ** | **i** |

Mkpụrụasụsụ (mọfịm) nnọrọonwe anaghị enwe mgbakwụnye mkpụrụasụsụ ọbụla. Ọ na-anọrọ onwe ya ma na-egosipụtakwa nkọwa ya. A ga-ezipụta ihe ịmaatụ ụfọdụ ka nkọwa mkpụrụasụsụ (mọfịm) nnọrọonwe were zuo oke nke ọma. Lee ihe ọmụmaatụ ndị a na-esota.

| **Mkpụrụokwu** | | **Mkpụrụasụsụ (Mọfịm) Nnọrọonwe** | **Mkpụrụasụsụ (Mọfịm) nnọrọonwe ole dị na mkpurụokwu ahụ.** |
|---|---|---|---|
| i | bụ | bụ | otu |
| ii | ji | ji | otu |
| iii | anyị | anyị | otu |
| iv | ugo | ugo | otu |
| v | isi | isi | otu |
| vi | ụtụ | ụtụ | otu |
| vii | ma | ma | otu |
| viii | okwu | okwu | otu |
| ix | di | di | otu |
| x | ụmụ | ụmụ | otu |

| | | | |
|---|---|---|---|
| xi | so | so | otu |

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE ITOOLU

1. Gịnị bụ ọdịdị ụdaasụsụ?
2. Depụta Nkeụdị mkpụrụụdaasụsụ e nwere.
3. Dee ma kọwaa mkpụrụụdaasụsụ ụdanke.
4. Gịnị bụ mkpụrụụdaasụsụ ụda nsokwasinke?
5. Dee ma kọwaa okwu ndị a n'Igbo:
    - i) Intonation
    - ii) Duration
    - iii) Contour
    - **iv)** Tone
6. Gịnị bụ mkpụrụụdaasụsụ (Fọnịm)
7. Kọwaa ihe bụ mkpụrụasụsụ.
8. Gịnị dị iche n'etiti mkpụrụụdasụsụ na mkpụrụasụsụ?
9. Kedụ ndepụtagharị mkpụrụụdasụsụ mkpụrụedemede ndị a: **j, ch, ń, sh, nw.**
10. Mkpụrụedemede, ọ bụ mkpụrụụdaasụsụ? Dee ma kọwaa nke a.

# NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRI
# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
# MMEBE OKWU (WORD FORMATION)
# MKPỤRỤOKWU (WORD)

Mkpụrụokwu bụ okwu ọbụla ga-abụ ọ kwụrụ onwe ya, o nwee nkọwa ma nwekwuazị nghọta zuru oke. Ihe nghọta mkpụrụokwu ji abụ okwu zuru oke bụ na ọ na-abụ ọ kwụrụ, ihe okwu ahụ pụtara ga-apụta ìhè ozigbo, na e nyoghị ya enyo. Nkọwa ya na-ezu ya ahụ. A ga-aghọtakwa na ọ bụ site na mkpurụedemede asụsụ Igbo ka e si emebe mkpụruọkwu. A ga-echeta na mkpurụedemede asụsụ Igbo dị iriatọ na isii n'ọnụọgụ. Nke ọbụla n'ime ha na-eso emebe okwu. E nwere mkpụrụedemede ụdaume na mgbochiume, ọ bụkwa mkpụrụedemede ndị a na-ejikọ aka ọnụ na-ewepụta mkpụrụokwu. Ụdaume na-enye mgbochiume ụda na mkpụrụokwu. Naanị mkpụrụedemede mgbochiume agaghị emebe mkpụrụokwu. Mana mkpụrụedemede ụdaume nwere ike ịbụ mkpụrụokwu ma ọ bụrụ na mkpụrụedemede dị otu ahụ enwee nghọta ma nwekwuazị nkọwa zuru oke. Mkpụrụedemede ụdaume ndị ahụ nwere ike ịbụ mkpụrụokwu bụ: **A, E, I, Ị, O, Ọ. M** nwekwuazịrị ike ịbụ mkpụrụokwu ma ọ kwụrụ onwe ya. Mkpurụedemede abụo maọbụ karịa nwekwuazịrị ike ịbụ mkpụrụokwu ma ọ bụrụ na ụdịrị mkpụrụedemede dị otu ahụ jikọrọ onwe ha ọnụ, enwee nkọwa putara ihe ma nwekwuazị nghọta zuru oke. A naghị enweta mkpụrụokwu site na okwu etoka maọbụ na o peka. Naanị ihe a

na-achọ n'ike ọkụ bụ azụ. Otu ọ sọrọ okwu ya hara, naanị ihe ga-eme ya ka ọ bụrụ mkpụrụokwu bụ na ọ ga-enweriri nghọta, ma nwekwuazị nkọwa.

Mkpụrụokwu nwere ike ịbụ mkpọaha, nnọchiaha, ngwaa maọbụ nkejiasụsụ ndị ọzọ e nwere n'asụsụ Igbo. Mkpụrụokwu na-enwe nghọta zuru oke ma ọ kwụrụ onwe ya. Ụfọdụ ihe ịmaatụ banyere mkpụrụokwu bụ ndị a na-esota:

**MKPỤRỤOKWU (WORDS)**

i. Anyị
ii. Echiche
iii. Anyanwụ
iv. Mmadụka
v. Ekwuchabeghị
vi. Pụtakwa
vii. Udu
viii. Ya
ix. Achọpụtabeghịkwa
x. Ọsọ
xi. Gị
xii. Esinyela
xiii. Bi
xiv. Ndụka
xv. Mkpụgharị
xvi. Ndụ
xvii. Odudu
xviii. Etigbuchaala
xix. Unu

## NDỊICHE DỊ N'ETITI MKPỤRỤEDEMEDE NA MKPỤRỤỤDAASỤSỤ

Mkpụrụedemede e nwere n'asụsụ Igbo dị iriatọ na isii. Ọ bụkwanụ n'elu mkpụrụedemede ndị ahụ e nwere ka a na-agbado ụkwụ na-ede asụsụ Igbo. Mmụta mkpụrụedemede asụsụ Igbo bụ mmalite mmụta asụsụ Igbo.

Mana, ọ ga-adị mma ka anyị ghọta na mkpụrụedemede na mkpụrụụdaasụsụ abụghị otu. E nwere ndịiche dị n'etiti ha abụọ. Ọkpụrụkpụ ndịiche dị na ha bụ na mkpụrụedemede na-anọrọ onwe, na-akwụrụ onwe ya were bụrụ mkpụrụedemede mana mkpụrụụdaasụsụ anaghị akwụrụ onwe ya tupu ọ zawa mkpụrụụdaasụsụ. Mkpụrụụdaasụsụ bụ n'ime mkpụrụokwu maọbụ okwu ka a na-anọ na-achọpụta ya. Mkpụrụụdaasụsụ agaghị akwụrụ onwe ya dị ka mkpụrụedemede.

Ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ na a kọwara na mmalite ihe ọmụmụ a na mkpụrụedemede dị iriatọ na isii mana mkpụrụụdaasụsụ enweghị ọnụọgụ ole a ga-asị na ọ bụ ya ka ọ dị. Mkpụrụụdaasụsụ na-enyere aka n'ụzọ nke ya na nghọta n'okwu Igbo.

Anyị ga-aghọtakwa na ọ bụ n'ime okwu ka a na-enweta ma na-achọpụta mkpụrụụdaasụsụ. Mana ọnọdụ dị otu a adịghị na mkpụrụedemede. Mkpụrụedemede bụ nke ọ na-abụ ọ kwụpụta a mara ya ozigbo. E deputa mkpụrụedemede, a na-amata na e depụtala mkpụrụedemede ma marakwa na ọ bụ mkpụrụedemede. Mana mkpụrụụdaasụsụ bụ site n'ụda ka e si

amata ya. Ọ bụrụ na e si n’okwu wepụta mkpụrụụdaasụsụ, a ga-etinyerịrị ya ihe nhụbaama ijiri gosi na ọ bụ mkpụrụụdaasụsụ, na ọ bụghị mkpụrụedemede. Akara nhụbaama a na-amakwụnye mkpụrụụdaasụsụ n’olu ma e si n’okwu ọ nọ na ya wepụta ya bụ iji mee ka nkọwa ya doo anya.

Ọkpụrụkpụ ihe ọzọ dịkwa mkpa anyị kwesịrị ịmata dị ka ndịiche dị n’etiti mkpụrụedemede na mkpụrụasụsụ bụ na ọ bụrụ na mkpụrụedemede adịghị, a gaghị enwe mkpụrụụdaasụsụ. Ọ bụ site n’ụda na nghọta mkpụrụedemede na-etinye na mkpụrụokwu ọ nọ na ya ka e si enweta mkpụrụụdaasụsụ. Mana mkpụrụụdaasụsụ anaghị emebe mkpụrụedemede maka na mmiri anaghị ekwoghachi azụ. A bịa na mkpụrụedemede na mkpurụụdaasụsụ nke na-emebe ibe ya, anyị achọpụtala ma hụkwa na ọ bụ naanị aka nri na-akwọ aka ekpe. N’ọnọdụ dị otu a, aka ekpe agaghị akwọnwu aka nri.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ
## NDỊICHE DỊ N'ETITI MKPỤRỤOKWU NA MKPỤRỤASỤSỤ

Mkpụrụokwu bụ okwu ọ ga-abụ ọ kwụrụ onwe ya, o zuo oke ma nwekwuazị nghọta zuru oke. Mkpụrụokwu anaghị eri mperi na nzipụta ya na kwa n'ebumnuche ya. A naghị esi n'okwu ekewapụta mkpụrụokwu. Ọ bụ mmebe ka a na-emebe mkpụrụokwu. Mkpụrụokwu ọbụla e mebere ga-abụrịrị nke nwere nghọta na-egosipụta ebumnuche e jiri mebe ya. Mana mkpụrụasụsụ bụ site na mkpụrụokwu maọbụ okwu ka e si ekewapụta ya. Ọ bụ eziokwu na mkpụrụasụsụ na-enwe nghọta ma e kewapụta ya n'okwu, mana a ga-aghọta na a naghị emebe mkpụrụasụsụ otu e si emebe mkpụrụokwu. Na mkpụrụasụsụ nwere ụda ma e kewapụta ya egosighị na ọ bụ mkpurụokwu n'ihi na o nwere ihe dị iche.

Ọzọ kwa bụ na ọ bụ n'ime mkpụrụokwu ka mkpụrụasụsụ na-adị. Ọ bụghị mkpụrụokwu na-emebe mkpụrụasụsụ. Ọ bụ site n'ụda ka e si enweta mkpurụasụsụ. Mkpụrụokwu ọbụla nwere mkpụrụasụsụ dị n'ime ya.

Ndịiche ọzọ dị n'etiti mkpụrụokwu na mkpụrụasụsụ bụ na ọ bụrụ na e si na mkpụrụokwu kewapụta mkpụrụasụsụ, ụda mkpụrụasụsụ ahụ na nghọta mkpụrụasụsụ ahụ ga-adịzi iche na mkpụrụokwu o si na ya pụta. Nkewapụta e kewapụtara mkpụrụasụsụ na mkpurụokwu na-eme ka mkpụrụasụsụ ghọrọ ihe ọzọ ma nwee nghọta ọzọ na-abụghị nke mkpụrụokwu ọ dị na ya, nwere. Na mkpokọta, mkpụrụasụsụ e si na mkpụrụokwu

kewapụta ga-aghọrịrị ihe ọzọ na nghọta ma dịkwa iche na mkpụrụokwu o siri na ya pụta.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ATỌ
## NKEBIOKWU/ USOROOKWU – PHRASE

Nkebiokwu/usorookwu bụ okwu erughị n'isi nke na-enweghịkwa ngwaa. Nkebiokwu bụ okwu anaghị enwe nghọta. Ọ naghịkwa ezu oke n'okwu. Mgbe ụfọdụ, nkebiokwu anaghị enwe okwupụta okwu, nke ọ na-enwe nnara. Ọ bụ mkpụrụokwu na-emebe nkebiokwu/usorookwu. Ọ bụ eziokwu na nkebiokwu na-adị ka ahịrịokwu mana ọ bụghị ahịrịokwu nke ọ na-abụ nkebi ahịrịokwu n'ihi na ọ bụghị naanị na o zughị oke n'okwu, ọ naghị enwe ngwaa; ọ naghịkwa enwe nghọta.

Ndị a na-esota bụ ọmụmaatụ nkebiokwu/usorookwu ụfọdu n'asụsụ Igbo.

i. Onye ahụ
ii. N'ime itemmiri
iii. Nna ya
iv. Oche nke ya
v. Nwa ewu ahụ
vi. Ọba ji nna anyị ha
vii. Na mgbede anyasị ụnyahụ
viii. Ụbọchị nwanne m
ix. Na mgbada ugwu
x. Tupu nwanne echi
xi. Ego nwata a
xii. Ụmụnne nwunye ya

Okwu ndị ahụ niile e depụtara n'elu bụcha Nkebiokwu/Usorookwu. O nweghị otu n'ime ha nwere ngwaa ma ya fọdụkwa izu oke na nghọta.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ANỌ
## ỤDỊRỊ NKEBIOKWU DỊ ICHE ICHE

E nwere ụdịrị nkebiokwu dị iche iche n'asụsụ Igbo. A ga-eleba ụdịrị nkebiokwu ndị ahụ anya ma kọwapụtakwa otu ha si arụ ọrụ.

### A. NKEBIOKWU KEAHA – (NOUN PHRASE)

Nkebiokwu keaha bụ ụdịrị nkebiokwu nke e ji mkpọaha emebe. Aha e ji enweta nkebiokwu keaha nwere ike ịbụ ahaaka, ahaigwe, ahaizugbe, dgz. Mgbe ụfọdụ, a na-ejkwuazị nnọchiaha enweta nkebiokwu keaha. Ọ bụghị naanị na ọ bụ mkpọaha na-emebe ya, ọ naghịkwa ezi oke. Ọ naghịkwa enwe nghọta na nkọwa zuru oke. Ịmaatụ nkebiokwu keaha bụ ndị a:

i. Ụlọ ewu
ii. Azụ mmiri
iii. Ode akwụkwọ
iv. Akị bekee
v. Ụzọ ndụ
vi. Ukwu ụdara
vii. Ụlọ mmadụ
viii. Egwu ọnwụ
ix. Isi anụ
x. Aka ike
xi. Oti mkpu

xii. Oke dibịa

## B. NKEBIOKWU KENKỌWAAHA – (ADJECTIVAL PHRASE)

Nkebiokwu kenkọwaaha bụkwa nkebiokwu nke e si na nkọwaaha enweta. N'ime mkpụrụokwu ndị ahụ na-emebe nkebiokwu kenkọwaaha, a na-enwe okwu maọbụ mkpụrụokwu na-akọwa ibe ya. Ọ bụ okwu maọbụ mkpụrụokwu bụ mkpụrụokwu kpe azụ, ga na-akọwa okwu ma ọ bụ mkpurụokwu bu ụzọ. Mgbe ụfọdụ kwa, okwu maọbụ mkpụrụokwu bu ụzọ na-akọwakwa okwu maọbụ mkpụrụokwu na-esota ya. Ọmụmaatụ nkebiokwu kenkọwaaha bụ ndị a na-esota:

i. Nwoke ojii
ii. Olu ogologo
iii. Afọ ọjọọ
iv. Anya mkpọ
v. Ụkwụ ọma
vi. Aka mkpụmkpụ
vii. Olu ọma
viii. Eze akanwụ
ix. Anụ ure
x. Ọkpa atụrụ
xi. Akwa ọcha
xii. Ọnụ ọjọọ

## CH. NKEBIOKWU KENKWUWA – ADVERBAL PHRASE

Nkebiokwu kenkwuwa bụkwuazị udịrị nkebiokwu ọzọ e nwere n'asụsụ Igbo. Ọ bụ site na nkwuwa ka e si enweta ụdịrị

nkebiokwu nke a. Ebe okwu nkwuwa kacha apụta ìhè bụ n’asụsụ bekee.

Ụfọdụ ihe ọmụmaatụ banyere nkebiokwu kenkwuwa bụ ndị a:

i. nwayọọ nwayọọ
ii. ozigbo ozigbo
iii. ọsọ ọsọ
iv. ngwa ngwa
v. mma mma
vi. egwu egwu
vii. nzuzu nzuzu
viii. n’ọkụ ọkụ

Okwu ndị a niile mbere nkebiokwu kenkwuwa ndị ahụ e depụtara n’elu bụcha okwu nkwuwa.

## D. NKEBIOKWU KENRỤAKA – DEMONSTRATIVE PHRASE

Nkebiokwu kenrụaka bụ ụdịrị nkebiokwu ọzọ e nwere n’asụsụ Igbo nke e si na nrụaka enweta. Ọ bụ nrụ aka **<u>A</u>** na **<u>AHỤ</u>** ka e ji emebe ya. **<u>A</u>** na **<u>AHỤ</u>** bụ ha bụ mkpụrụokwu nrụaka na-akọwa mkpurụokwu ha na-eso n’azụ.

Ndị a na-esota bụ ihe ịmaatụ iji were kọwaa nke ọma nkebiokwu kenrụaka.

i. Akwụkwọ a
ii. Ego ahụ
iii. Nkụ a
iv. Akpụkpọụkwụ ahụ
v. Otu a
vi. Nnụnụ ahụ

vii. Nwoke a
viii. Eze ahụ

**NKEBIAHỊRỊOKWU – *CLAUSE***

Nkebiahịrịokwu n'asụsụ Igbo bụ okwu na-ezughị oke n'ahịrịokwu mana o nwere ngwaa. N'ihi na ya bụ okwu erughị n'isi, ọ na-eme ka nghọta ya ghara izu oke. Ọ bụ na nkebiokwu ka e si enweta nkebiahịrịokwu mana ha abụọ dịcha iche. Ha abụghị otu. Nkebiokwu anaghị enwe ngwaa mana nkebiahịrịokwu na-enwe ngwaa, mana ha abụọ anaghị enwe nghọta zuru oke n'ihi na okwu ha anaghị eru n'isi nke ga-eme ka nghọta ha were pụta ìhè. Ọ bụkwuazị mgbe nkebiahịrịokwu ruru n'isi, nwee nghọta zuru oke, ka ahịrịokwu ji apụta. Lezịa ọmụmaatụ nkebiahịrịokwu ka nkuzi ya were doo anya nke ọma.

i. Mgbe m bịara
ii. Nwoke ahụ sị
iii. Ọ bụrụ na m metụrụ ya aka
iv. Oji ọsọ agbakwu ọgụ
v. Ụbọchị onye ohi ga-akwa nne ya
vi. Onye chi ya kwaturu
vii. Ka mụ ruru
viii. Ụbọchị ahụ mmiri mara anyị
ix. A chọwa isi ọchụ
x. Onye ahụbeghị mmụọ

Okwu niile ahụ e depụtachara n'elu bụcha nkebiahịriokwu, nkebiahịrịokwu, n'ihi na ha nwechara ngwaa mana nghọta ha ezughị oke. Echiche ha erughị n'isi otu o kwesịrị. O nwere okwu ndị ọ fọdụrụ ka e were mezuo ha.

## NKEBIAHỊRỊOKWU DỊ ICHE ICHE

E nwere nkebiahịrịokwu dị icheiche n'asụsụ Igbo. Nke ọbụla n'ime ha nwere echiche ọ na-ezipụta. A ga-eleba ha anya n'otu n'otu ijiri chọpụta ụdịrị ha na otu ha si arụ ọrụ n'asụsụ Igbo.

## A. NKEBIAHỊRỊ KEAHA – NOUN CLAUSE

Nke a bụ nkebiahịrịokwu e si na mkpọaha (aha) enweta. Na nkebiahịrị keaha, nnọchiaha nwekwuazịrị ike ịrụ ọrụ na ya dị ka aha. Nkebiahịrị keaha nwere ike ịbụ ***isiokwu*** maọbụ ***nnara*** n'ahịrịokwu ọ nọ na ya.

O nwere ike ịmalite okwu maọbụ nọdụ na mmechi okwu.

i. Onye ahụ a na-ekwu maka ya.
ii. Uche cheta ihe mere ya.
iii. Nwoke ahụ sịrị.
iv. Mmiri ahụ ọ na-echu.
v. N'ezie o kwuru.
vi. Udele felachaa
vii. Nwanyị ọma ahụ a na-achọ
viii. Ego ahụ o nyere m.
ix. Isi ọ kwọchara
x. Mkpume ahụ ọ hụrụ.

I leruo nkebiahịrịokwu ndị ahụ niile e depụtara n'elu anya a ga-achọpụta na ha nwere ike bụrụ isiokwu n'ahịriọkwu ma ọ bụ bụrụkwa nnara. Ịmaatụ ha n'ahịrịoku bụ ndị a na-esota ugbu a:

**(i)** **Isiokwu:** ***Onye ahụ a na-ekwu maka*** **ya** bịara ebe a

***Maọbụ***

**(ii)** **Nnaara:** Onye bịara ebe a taata bụ ***onye ahụ a na-ekwu maka ya.***

*(iii)* **Isiokwu:** ***Uche cheta ihe mere ya,*** *ọ na-ewuta Amaechi.*

*Maọbụ*

(ii) **Nnara**: Ọ na-ewuta Amaechi ma ***Uche cheta ihe mere ya.***

(iv) **Isiokwu:** ***Tupu m bịa*** m ga-eri ihe

*Maọbụ*

(iii) **Nnara:** M ga-eri ihe ***tupu m bịa***

(iv) **Isiokwu**: ***N'ezie o kwuru*** na-achọ iwere isi ya.

*Maọbụ*

(iv) **Nnara:** Ihe na-achọ iwere isi ya bụ ***n'ezie o kwuru.***

Okwu ndị ahụ a kachara ihe n'okpuru bụcha nkebiahịrịokwu keaha. Ebe ndị ahụ ha nọcha n'ahịriọkwu bụ ijiri kọwaa na ha nwere ike ịrụ ọrụ dịka **isiokwu** maọbụ **nnara.**

## B. NKEBIAHỊRỊ KENKỌWAAHA – ADJECTIVAL CLAUSE

Nkebiahịrịọkwu kenkọwaaha bụ nkeahịrịọkwu ndị na-ewepụta echiche okwu ha nọ na ya. Ọ bụ ụdịrị nkebiahịrị nke e si na ya amata uche okwu. Ọ bụ site na nkebiahịrị kenkọwaaha ka e si

amata ihe okwu na-achọ ịkọwa. A ga-edepụta ihe ịmaatụ ụfọdụ:

i. Ụlọ ahụ unu nọ na ya.
ii. Ji ahụ unu riri
iii. Egwu ọnwa ahụ Uchenna pụrụ n'anyasị
iv. Ego o retere n'ọkụkọ ahụ.
v. Okwu ahụ o kwuru.
vi. Ohi ahụ ha zuru
vii. Ihe o tiri m
viii. Ọsọ ọ gbara.

Okwu ndị a niile bụcha nkebiahịriọkwu kenkọwaaha. Ha nwechara nkọwa ha kpụ n'ọnụ nke erubeghị n'isi. Ha nwekwuazịrị ike ịbụ isiokwu ma ọ bụ nnara n'ahịrịokwu ọbụla a ga-eji ha mee, maọbụ ha ga-anọ na ya. Ọmụmaatụ ha bụ ndị a:

Nkebiahịrị kenkọwaaha n'ahịrịokwu dị ka ***Isiokwu*** maọbụ ***Nnara.***

(i) Isiokwu: ***Ụlọ ahụ unu nọ na ya*** adịghị mma.

*Maọbụ*

(i) Nnara: Ọ dịghị mma bụ ***ụlọ ahụ unu nọ na ya.***

(ii) Isiokwu: ***Ji ahụ unu riri*** apụtala okwu na ụka.

*Maọbụ*

(ii) Nnara: Ọ pụtala okwu na ụka bụ ***ji ahu unu riri.***

*(iii)* Isiokwu: ***Egwu ọnwa ahụ Uchenna pụrụ n'anyasị*** wutere nna ya.

*Maọbụ*

(iii) Nnara: O wutere nna ya bụ **egwu ọnwa ahụ**

**Uchenna pụrụ n'anyasị.**

## AHỊRỊOKWU (SENTENCE)

Ahịrịokwu bụ okwu zuru oke, nwee ngwaa ma nwekwuazị nghọta doro anya. Ahịrịokwu anaghị adị na nkeji okwu. Ọ na-adị n'okwu zuru oke ma nwekwuazị nghọta zuru oke. Ọ bụ ya kpatara na nkebiokwu na nkebiahịrịokwu dịcha na nkeji okwu ezughị oke, ejighị bụrụ ahịrịokwu. Ọ bụghị naanị na nkebiokwu na nkebiahịrịokwu anaghị ezu oke na nghọta, kama ụfọdụ n'ime ha anaghịkwa enwe ngwaa dị ka otu o siri dị na **NKEBIOWU *(PHRASE).*** Nke nwekwaranụ ngwaa anaghịkwa ezu oke na nghọta dị ka o siri dịkwa na **NKEBIAHỊRỊOKWU *(CLAUSE).***

Mana ihe ndị ahụ a na-achọcha achọ ma na nkebiokwu *(phrase)*, ma na nkebiahịrịokwu *(clause),* dịcha n'ahịrịokwu. Ha zuru oke n'ahịrịọkwu n'ihi na ọ dịghị nke ọbụla n'ime ha a na-achọ achọ n'ahịrịokwu. Ọ bụ n'ime ahịrịokwu ka nkebiokwu na nkebiahịrịokwu dịcha. Ahịrịokwu anaghị adị n'ime ha.

## ỤDỊ AHỊRỊOKWU E NWERE

E nwere ọdịdị ahịrịowu dị iche iche n'asụsụ Igbo nke akwụkwọ a ga-amalite lebawa anya na ha n'otu n'otu. Ọdịdị ahịrịokwu ndị ahụ bụ ndị a:

(i) Ahịrịokwu mfe (Ahịrịmfe)
(ii) Ahịrịokwu nha (Ahịrịnha)
(iii) Ahịrịokwu ukwu (Ahịrịukwu)

(iv) Ahịrịokwu mgbagwo (Ahịrịmgbagwo)

**A. AHỊRỊOKWU MFE (AHỊRỊMFE) – SIMPLE SENTENCE**

Ahịrịmfe bụ ahịrịokwu e nwere n’asụsụ Igbo na-agaghị enwe karịa otu ngwaa ma na nghọta ya ga-ezu oke. E nwere ike iji otu mkpụrụokwu, mkpụrụokwu abụọ maọbụ mkpụrụokwu atọ mebe ahịrịmfe. Mana ghọtakwa na ngwaa ga-adị na ya agaghị akarị otu ngwaa. Ndị a bụ ọmụmaatụ:

(i) Ńụọ.
(ii) Tie.
(iii) Ndewonụ.
(iv) Gbuo.
(v) Kọwaa.
(vi) Kwuo.
(vii) Bianụ.
(viii) Bee.
(ix) Pụtawanụ.
(x) Kwụsị.
(xi) Maa.

Okwu ndị a e deputara bụ ahịrịmfe ndị nwere otu mkpụrụokwu. Ọ bụ eziokwu na ha bụchaa otu mkpụrụokwu mana ihe ọbụla a chọrọ n’ahịrịokwu dịchaa n’ime ha. Nghọta ha zuchara nke ọma.

Ndị nke a na-esota ugbua bụkwa ahịrịmfe mana ha nwezuru mkpụrụokwu abụọ. Ha bụ ndị a:

(i) Chukwu ma.

(ii) Kpọọ ya.
(iii) Ị bịala?
(iv) Chọta ya.
(v) Ama m.
(vi) Agwala m.
(vii) Ndidi amaka.
(viii) Unu agbalịala.
(ix) Ọnwụ ajọka.
(x) Jide ya.

Ahịrịmfe ndị a nwechara mkpụrụokwu abụọ n'otu n'otu nwekwuazịrị ngwaa n'otu n'otu. Ahịrịmfe ọzọ a ga-eleba anya na ya ugbua bụ ahịrịmfe ndị nwere karịa mkpụrụokwu abụọ.
(i) Emeka gara ahịa.
(ii) Uche lụrụ ọgụ.
(iii) Ọ maghị m.
(iv) Chukwu ka dibịa.
(v) Nna m dị.
(vi) Ị bụ ekwensu?
(vii) O zuru ohi.
(viii) Ụmụntakịrị riri ji.
(ix) A chụkwala ya ọsọ.
(x) Ngozi bere akwa.
(xi) Agụchaala m akwụkwọ.
(xii) Chukwu nọnyere m.
E nwekwuazịrị ahịrịmfe nwere ike inwe mkpụrụokwu karịrị atọ n'ọnụọgụ mana ngwaa ga-adị na ya ga-abụ naanị otu mkpụrụ ngwaa. Lee ọmụmaatụ ụdịrị ahịrịmfe ndị ahụ. Ha bụ ndị a na-esota:

(i) Nna m pịara nwa ya ụtarị.
(ii) Obi bere akwa ụnyahụ.
(iii) Nne m na-abịa ebe a.
(iv) Onye ka ị chọrọ?
(v) Echiche gị adịghị mma.
(vi) Udele enwerela ọdụ ahịa.
(vii) O tiri m ihe.
(viii) Edi sọrọ ya ọnụ.
(ix) Ọ bụ onye ara.
(x) Aka ga-asọ ya n'ala.
(xi) Isi adịghị ya mma.

## B. AHỊRỊOKWU NHA (AHỊRỊNHA)

Ahịrịnha bụkwa ụdị ahịrịokwu nke na-enwezu ngwaa abụọ. Ọ bụ ọdịdị ahịriokwu na-ewetaru nkọwa ya n'isi. N'ihi nke a, ahịrịnha na-enwe karịa otu nghọta. Ọ na-enwezu nghọta abụọ. Ọ na-agba mbọ wetaruo n'isi ebumnuche isiokwu dị n'ahịrịokwu. Ndị a na-esota bụ ihe ịmaatụ:

(i) Mgbe m bịara ahụghị m ya.
(ii) Isi kote ebu ọ gbaa ya
(iii) Nne m gara ahịa zụta akara.
(iv) Were ego ahụ zụta achịcha.
(v) Onye chọrọ ọgụ edi sokwa ya ọnụ.
(vi) Onyenkuzi sị anyị gụọ akwụkwọ
(vii) Ero mmụọ adịghị mma mmadụ iri ya.
(viii) Anụ jọrọ njọ na-ata arụ.
(ix) Ihe onye chọrọ ọ hụ ya.

(x) Aka mkpụmkpụ ekweghị mbe jide ewu.
(xi) Ọ sịrị na ọ na-abịa.
(xii) Ndị jere agha hụjuru anya.
(xiii) Were ehihie chọwa ewu oji
(xiv) E jighị ụtụtụ ama njọ ahịa.

Ahịrịokwu ndị ahụ niile e depụtara n'elu bụchaa ahịrịowu nha.

## CH. AHỊRỊOKWU ÙKWÙ (AHỊRỊÙKWÙ) – COMPLEX SENTENCE

Ahịrịokwu ọbụla nwere ngwaa abụọ maọbụ karịa ka a maara dị ka ahịrịokwu ukwu. Ahịrịukwu n'ezie karịrị ahịrịmfe. Ọ bụ ụdịrị ahịrịokwu na-esoru nghọta ahịrịokwu n'isi. Ahịrịukwu na-enwekwuazị otu nkebiahịrị maọbụ karịa n'ime ya bụ ndị nke ga-agbakọọ ọnụ na-akọwapụta nghọta ahịrịokwu ahụ ha nọ n'ime ya. Ọmụmaatụ Ahịrịukwu bụ ndị a:

(i) O tiri m ihe mere ka m bewe akwa.
(ii) E jidere onye ohi ahụ ka o zuchara ohi gbawa ọsọ.
(iii) Ejere m Ọnịcha ka m zụta akwa m ga-eyi.
(iv) Onye ahụbeghị mmụọ anaghị atụ egwu.
(v) Onyenkuzi ahụ pịara ya ụtarị ka ọ kwụsị ihe ahụ ọ na-eme.
(vi) O jere kpọta ndị uwe ojii maka ikpe ahụ mụ na ya nwere.
(vii) Aka kpaara ya ozigbo ọ chọrọ itinye isi n'ọhịa.
(viii) Nwaada ahụ ghụchaa ahụ, ịchọ mma agụwa ya.
(ix) Nchi ahụ gbara ọsọ tụrụ anyị n'anya mgbe anyị na-achụ ya.

(x) O ji ego o nwere zụta ihe ọ ga-eri.

## D. AHỊRỊOKWU NHAÙKWÙ (AHỊRỊNHA ÙKWÙ) – COMPOUND-COMPLEX SENTENCE

Ahịrịnhaukwu bụkwuazị ụdịrị ahịrịokwu ọzọ a ga-eleba anya. Ahịrịnhaukwu bụ ahịrịokwu na-enwe ọtụtụ na echiche n'ime ya. Ọ bụ njikọ ka a na-ejikọ echiche ndị ahụ ka ha kwụrụ ma bụrụkwa otu ahịrịokwu. Ọ bụrụkwanụ na okwu ndị ahụ mebere ahịrịnhaukwu si n'ahịrịokwu ha nọ na ya pụta kwụrụ onwe ha, ha na-enwekwa nghọta. Ihe ịmaatụ ahịrịnhaukwu bụ ndị a:

(i) Nneka gara ahịa ka ọ zụta akwa mana ọ hụghị ụdịrị akwa ọ chọrọ.
(ii) Onye ọbụla chọrọ ịkpa ego maka na ego amaka.
(iii) Nwatakịrị ahụ agbapụla tupu ụtarị ahụ m na-achọ eruo m aka.
(iv) O teela isi na-awa ya mana ọ zụtaghị ọgwụ.
(v) Ha ńuchara mmanya ebe ahụ were malite lụwa ọgwụ.
(vi) Nwanneka sichara nri o nweghị onye riri ya n'ihi na ọ tọghị ụtọ.
(vii) Ahụrụ m ya ebe ọ nọ mana ọ hụghị m.
(viii) Nnụnụ na-efe n'elu amaghị na onyinyo ya na-adị n'ala.
(ix) Ọ chọchaala ego ahụ ebe niile n'ụlọ ya ma ọ chọtaghị ya.
(x) Mgbe niile ọ kwọrọ m n'azụ na-aga ihe ọkpa m ana-akpụ n'ala.

## E. AHỊRỊNKWỤSÀ – DECLARATIVE SENTENCE

Ahịrịnkwụsa bụ ahịriowu na-eme ka ebumnuche mmadụ pụta ìhè. Ọ bụ ahịrịokwu na-eme ka a mara uche mmadụ. Ọ bụ site

na ya ka e si aghọta nke ọma ihe onye bu n'uche, ihe onye chọrọ na ihe onye na-eche. Ahịrịokwu ndị a na-esota bụ ọmụmaatụ ahịrịnkwụsa:

(i) Aga m eti nwatakịrị ahụ ihe.
(ii) Nwaada ahụ bụ asa mpete.
(iii) Onye nwụrụ anwụ anaghịzị apụta ụwa ọzọ.
(iv) Nwoke ahụ bụ ezigbo ekperima.
(v) Ụgbọala na-egbu mmadụ.
(vi) Nwata ahụ na-achọ ego ọ ga-ezuru.
(vii) Ịgba aka achụ ọta arụ adịghị mma.
(viii) Onye ọbụla nọ ndụ kwesịrị ịdị na-echeta onye kere ya mgbe ọbụla.
(ix) Agụ mara mma mana obi ya jọrọ njọ.
(x) Iti mmọnwụ so n'omenaala ndị Igbo.

## F. AHỊRỊAJỤJỤ -- INTERROGATIVE SENTENCE

Ahịrịajụjụ bụ ahịrịokwu ndị Igbo ji ajụ ajụjụ. Ọ bụ ahịrịokwu e kwuru n'ụdịrị ajụjụ. A bịa n'asụsụ Igbo, e nwere mkpụrụokwu ndị Igbo maara dị ka njụajụjụ. Ha bụ ndị a:

| Gịnị | Kedụ | Olee | Onye |
|---|---|---|---|

Ndị Igbo ji mkpurụokwu njụajụjụ ndị a emebe ahịrịokwu ajụjụ. Mana ọ pụtaghị na ọ bụrụ na ndị Igbo ejighị mkpụrụokwu njụajụjụ ndị ahụ na ha agaghịkwa ajụ ajụjụ. Nke a abụghị ya n'ihi na ha na-enwe ajụjụ n'okwu ha nke mkpụrụokwu njụajụjụ ndị ahụ enweghị ike ịdị na ya. Ọ bụrụ na e kwuo ahịrịokwu ajụjụ ahụ n'ọnụ, ọ bụ site n'ụda ya ka a ga-esi mata na ọ bụ

ahịrịajụjụ. Mana ọ bụrụ na e dee ya ede ọ bụ site n'itinye akaraajụjụ (?) na ngwụcha ahịrịokwu ahụ ka a ga-esi mata na ọ bụ ahịrịajụjụ. Ọ bụrụ na onye dere ụdịrị ahịrịokwu a bu ajụjụ n'obi were dee ya were hapụ itinye ya akaraajụjụ (?) ahịrịọkwu ahụ ga-adị ka ahịrịokwu nkịtị n'anya onye na-agụ ya, ma ọ bụrụ na mkpụrụokwu njụajụjụ adịghị na ya. N'ihi nke a, onye na-ede ahịrịajụjụ ga-etinyerịrị akaraajụjụ na ngwụcha ahịrịokwu ajụjụ ọbụla o dere. Ahịrịokwu ndị a na-esota ugbua bụ ahịrịajụjụ ndị bụ mkpụrụokwu njụajụjụ.

(i) Gịnị ka nwoke ahụ mere?
(ii) Kedụ onye ị na-achọ ebe a?
(iii) Olee mgbe i jiri bịarute ebe a?
(iv) Onye ka ị bụ?
(v) Ndị be unu o mere ọlịa?
(vi) Gịnị bụ aha nna gị?
(vii) Olee be unu?
(viii) Onye ma echi?
(ix) Kedụ ihe ị chọrọ ka mụ mee banyere okwu a?
(x) I mere ọlịa?

Ahịrịajụjụ ndị a ga-edepụtazi ugbua bụ ajụjụ mana ha enweghị mkpụrụokwu njụajụjụ. Ọ bụ mkpụrụọkwu nnọchiaha ka e ji emebe ụdịrị ahịrịokwu ndị ahụ. Ihe ọzọ kwa na-egosipụta nke ọma na ahịrịokwu bụ ajụjụ bụ site n'itinyere ya akaraajụjụ n'azụ ma e dechaa ya bụ ahịrịokwu.

(i) Ọ lụrụ ọgụ ebe ahụ?
(ii) Ị chọrọ iri ji mmanụ?

(iii) A kọrọ akụkọ ahụ mgbe m anọghị ya?
(iv) E kwuru na ọ bụ onye ohi ego?
(v) O ji ego gaa mgbaru ụnyahụ?
(vi) Ọ gbagburu nchi abụọ n'ezie?
(vii) I tiri ya ihe n'azụ?
(viii) E bere akwa n'ụlọ ahụ n'ụzọ ụtụtụ taa?
(ix) A kpọrọ gị oku ebe a?
(x) Ị tụrụ ya okwute n'isi?

Ọ bụrụkwanụ ahịrịajụjụ nke e ji mkpọaha mebe, a na-etinyere ya nnọchiaha ka ajụjụ ahụ daba. Mkpụrụokwu nnọchiaha ahụ a ga-etinyere ya ga na-esota mkpọaha ahụ bu ụzọ, n'azụ. Nke a bụ ihe ịmaatụ:

(i) Emeka o churu mmiri?
(ii) Ego ọ dịkwa gị n'akpa?
(iii) Anya ọ dịkwa gị mma?
(iv) Uche o riri ji ahụ?
(v) Nnanna ọ na-ebe akwa?
(vi) Akwụkwọ Igbo ọ gbakwara n'ahịa taa?
(vii) Ụsụ ọ na-ata arụ?
(viii) Nna gị ọ na-achụ gị ọsọ?
(ix) Nkapị ọ na-esi nsi?
(x) Okenye ọ nọkwa n'ụlọ mgbe ụmụaka ahụ na-arụ ala, epu eze elu?

## G. AHỊRỊMKPU – EXCLAMATORY SENTENCE

Ahịrịmkpu bụ ahịrịokwu na-eti mkpu. Ọ bụ site na ntimkpu ka e si emebe ya. Iji were mee ka ahịrịmkpu doo anya nke ọma, a

na-eji akaramkpu **(!)** egosipụta ya mgbe ọbụla e dechara ya. Akaramkpu (!) bụkwa n'azụ ahịrịokwu ntimkpu ka ọ na-anọ. Ọ bụ ya na-egosipụta nke ọma na ahịrịokwu bụ ahịrịmkpu. Ahịrịokwu ọbụla e depụtara mana e tinyeghị ya akaramkpu, ahịrịokwu ahụ ga na-egosi ihe ọzọ n'anya onye na-agụ ya. Mana mgbe ọbụla anya hụrụ akaramkpu (!) n'ahịrịokwu, ọ marala na okwu ahụ bụ okwu e tiri na mkpu. Ụfọdụ ahịrịokwu ndị a bụ ahịrịmkpu:

(i) Bịanụ oo!
(ii) Awụụ! O tigbuola ya!
(iii) Chi m egbuo m oo!
(iv) Oo! O jidela ya.
(v) Gbapụtakwanụ o o!
(vi) Ewuu! Aka akparala ya!
(vii) Ọ kwa onye ohi o o!
(viii) Ahụsiela m anya o o!
(ix) Chaị! arụ emeela m
(x) Tụfịakwa! Nwata ahụ emeela arụ.

Ahịrịokwu ahụ niile e depụtara n'elu bụcha akaramkpu nke gosiri na ha bụcha ahịrimkpu.

## GB. AHỊRỊNCHỌ -- OPTATIVE SENTENCE

Ahịrịnchọ bụ ahịrịokwu na-egosiputa ebumnuche ihe mmadụ chọrọ ka o mee. Ọ bụ n'ahịriokwu nchọ ka e si amata ihe mmadụ cheere mmadụ ibe ya, ihe ọ dị ya ka ya meere onye ahụ maọbụ mee onye ahụ. E sikwuazị n'ahịrịnchọ aghọta otu obi onye dị na ihe bụ obi onye ahụ banyere ihe ọ chọrọ ka o mee na

otu o siri chọọ ka ya bụ ihe mee. Ọ bụ mkpụrụokwu **"KA"** ka e jikanarị ezipụta ahịrịnchọ. Ọmụmaatụ ahịrịnchọ ụfọdụ bụ ndị a:

(i) Ka chukwu nọnyere gị na ụmụ gị.
(ii) Nwa m, ka ihe gaara gị nke ọma n'ahịa a ị na-ebido.
(iii) Ka ụkwụ ghara ịkpọ gị n'ije gị ahụ.
(iv) Ka Chukwu meere gị ebere.
(v) Ka o ree otu anyị siri kwuo ya.
(vi) Ka chi bọọrọ anyị nke ọma.
(vii) Ka ọfọ soro ibe ya ree.
(viii) Chike, ka nrọ ahụ ị na-arọ bụrụkwa ihe mere eme.
(ix) Ka ihe anyị na-achọ ruo anyị aka.
(x) Ka nsogbu na oke ọnwụnwa hapụ anyị aka.

## GH. AHỊRỊNTIMIWU – IMPERATIVE SENTENCE

Nke a bụ ahịrịokwu e si na ntimiwu emebe. Ahịrịntimiwu bụ ahịrịokwu na-eti iwu. Ọ bụ ahịrịokwu na-enye iwu banyere ihe ọbụla a chọrọ ime, otu e siri chọọ ime ya, na otu a ga-esi mee ya. Ọ bụkwa ahịrịokwu anaghị achọ ka a naghaa maọbụ gbaghaa ihe ọbụla o kwuru tupu a malite ime ya. Ịrụ ụka ọbụla anaghị adị n'okwu ya. Lee ụfọdụ ọmụmaatụ ahịrịntimiwu:

(i) Bịa ebe a.
(ii) E metụkwala ya aka.
(iii) Jide ego ahụ.
(iv) Si ebe a pụọ ọsọ ọsọ.
(v) Wetara m ụtarị ahụ.
(vi) Kugbuo agwọ ahụ.
(vii) E nyekwala ya mmanya ahụ.

(viii) Kpụrụ nwoke ahụ kpọchie
(ix) Achọghị m gị n’ezi a ọzọ.
(x) Nara ya ọgwụ ahụ ńụọ ọsọ ọsọ.
(xi) A kpakwala nwatakịrị ahụ aka n’ahụ ọzọ.
(xii) E sikwala n’ihu be anyị gafee ọzọ.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRI

1. Kọwaa nke ọma ihe bụ ahịrịokwu na otu e si enweta ya n’asụsụ Igbo.

2. E nwere ụdịrị nkebiokwu/usorookwu dị iche iche. Depụta ha ma were ahịrịokwu dị iche iche chọọ nkọwa ha mma.

3. Kọwaa nkebiahịrịokwu dị iche iche e nwere n’asụsụ Igbo. Were ihe ọmụmaatụ mee ka nkọwa gị doo anya nke ọma.

4. O nwere ihe dị iche na nkebiokwu na nkebiahịrịokwu? Kọwaa azịza gị nke ọma.

5. Ahịrịokwu dị n’ụdị n’ụdị, kọwaa ụdịrị ahịrịokwu ndị ahụ e nwegachara n’asụsụ Igbo. Were ahịrịokwu dị iche iche mee ka nkọwa gị doo anya nke ọma.

6. Nkebiahịrịokwu ọ putara gịnị n’asụsụ Igbo? Were ọmụmaatụ dị iche iche were ghụọ nkọwa gị ahụ.

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRI NA OTU**
**ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ**
**OLUNDỊ (OLUMBA)**

Ndị Igbo na-atụ ilu na-asị na ọ bụ nkụ dị na mba na-eyere mba nri. Obodo ọbụla n’ala Igbo nwere ụdịrị asụsụ Igbo e jiri mara ha. Ọ bụ asụsụ ha ahụ ka ha ji enwe mmekọrịta na mkpakọrịta n’etiti onwe ha. Ọ bụrụ na mmad hapụ obodo ya gaa n’obodo ọzọ n’ala Igbo, ọ ga-achọpụtakwa na oluokwu ndị ahụ ọ gara be ha dị iche n’oluokwu obodo ya. N’ezie, asụsụ ọ ga-anụ n’obodo ahụ ga-abụkwa asụsụ Igbo mana ọ gaghị aghọta ya ma ọ bụrụ na ọ tọgbọghị ntị ya n’ala nke ọma were nụ ya bụ ụya agbịsị. Ọ bụ ihe dị otu a kpatara Igbo ji ekwu okwu were na-asị na *Igbo na-asụ n’olu n’olu mana ka kwaa ụkwara ọ bụrụ otu*. Nkọwa okwu a bụ na ọ bụ eziokwu na asụsụ Igbo n’obodo dị iche iche e nwere n’ala Igbo dịgasị iche, mana ha niile bụcha asụsụ Igbo. Ọ bụghị ụdịrị olu ndị a ji asụ Igbo ka ndị ọzọ jikwa asụ nke ha.

Ọ bụrụ na a sụwa olu Igbo dị iche iche, e nyeghị nkọwa ha, ha na-ahịa ahụ na nghọta. Naanị onye ga-aghọta olu asụsụ Igbo ndị a obodo nwegachara bụ onye maara maka ha. Onye amaghị maka ha na-adị ka onye mmiri na-eri maọbụ onye ọgbọ na-eri ma ọ nọdụ ebe a na-asụ nke ọbụla n’ime ha. Naanị ihe ga-eme ka ọ ghọta ihe ya bụ ekwe na-akụ bụ ma a kụziere ya, ya bụ asụsụ, maọbụ o were ire ya gụọ eze ya ọnụ iji were chọpụta ihe dị n’akpa e kechiri ọnụ. e nwere ọtụtụ olu asụsụ Igbo dịgasị iche iche.

Ọ bụ eziokwu na olu ndị ahụ bụcha asụsụ Igbo mana ka e si asụ ha dịcha iche. Ọ bụghị otu e siri dowe olu sụọ nke a ka a ga-esi dowe olu sụọ ibe ya. Ụfọdụ n'ime olu Igbo ndị ahụ e nwegachara bụ ndị a:

| | **OLUNDỊ/OLUMBA** | **STEETI Ọ DỊ NA YA** |
|---|---|---|
| 1 | Olu Nsụka, Olu Udi, Olu Agbanị, dgz | Steeti Enugu |
| 2 | Olu Abakeleke, Olu Afịkpo, Olu Ọhaọzara dgz | Steeti Ebọnyị |
| 3 | Olu Ụmụahịa, Olu Ngwa, Olu Ndọkị, Olu Bende, Olu Mbieri dgz | Steeti Abịa |
| 4 | Olu Ọnịcha, Olu Ọka, Olu Orumba, Olu Nnewi, Olu Agụata dgz | Steeti Anambra |
| 5 | Olu Isiokpu, Olu Ikwere, Olụ Ndọkị dgz | Steeti Rivers |
| 6 | Olu Ịka, Olu Kwale, Olu Anịọma dgz | Steeti Delta |
| 7 | Olu Owere, Olu Mbaise, Olu Nkwere, Olu Okigwe, Olu Ọlụ, dgz | Steeti Imo |

Olu asụsụ Igbo ndị ahụ niile e depụtachara n'elu na-egosipụta **Olundị/Olumba** dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo tinyekwara steeti dị iche iche n'ala anyị bụ ebe ha dịgasị. Ọ pụtaghị na olundị/olumba ndị ahụ e depụtachara bụ ha bụ naanị

**Olundị/Olumba** (ka ndị si asụ) e nwere. Ha juru eju, bara bara, kama, ndị ahụ e depụtara bụ naanị ndị e jiri mee ihe ịmaatụ. werezịa aka gị chọpụtakwa ọtụtụ **Olumba/Olundị** ndị ọzọ e nwegachara.

Ọ bụrụ na e lee anya n'olundị ahụ niile e depụtara n'elu a ga-achọpụta na ha dịcha iche n'ibe ha. O nweghị nke ya na ibe ya na-eyi ma a sụwa ha. Iji maa atụ, **olu Mbaise** dị iche **n'olu Abakeleke.** Otu ahụ kwa ka **olu Ndọkị** si were dị iche **n'olu Ịka**. O nweghịkwa otu **olu Nsụka** siri yite **olu Ọnịcha**. **Olu Udi** na **olu Ikwere** abụghịkwa otu. **Olu Ọka** dikwuazị iche **n'Olu Owere** dgz. Ọ bụ eziokwu na ha dịwagaara onwe ha iche, mana ha niile bụcha asụsụ Igbo. Ọ bụ maka na ha dịcha iche iche n'asụsụ ha kpatara e jiri mara asụsụ ndị a dị ka **OLUNDỊ/OLUMBA**. Ọ bụ ndịiche niile a dịcha n'olu ndị a mere ka e nwee Igbo Izugbe ga-ejikọta olu ahụ niile ọnụ.

## IGBO IZUGBE (STANDARD DIALECT)

Igbo Izugbe bụ asụsụ Igbo zuru mba/obodo niile na-asụ maọbụ na-amụ asụsụ Igbo, ọnụ. Igbo Izugbe bụ asụsụ Igbo nke onye ọbụla na-anụ asụsụ Igbo, ga-abụ ọ nụ ọ ghọta ya ozigbo. Igbo Izugbe bụkwuazị ya bụ ụdịrị asụsụ Igbo a na-akụziri ụmụakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ, ma n'elementịrị, sekọndịrị, ụlọakwụkwọ dịgasị elu ebe a na-akụzi asụsụ Igbo, ma tinyekwara Mahadum. A naghị akụzi Igbo Olundị/Olumba n'ụlọakwụkwọ. N'oge ule kwanụ n'asụsụ Igbo, nwataakwụkwọ ọbụla hapurụ ide **Igbo Izugbe** were na-ede Olundị/Olumba ga-adawacha ukwu.

Onye ọbụla maọbụ ndị chọkwaranụ ide akwụkwọ n'Igbo bụ **Igbo Izugbe** ka ọ ga-eji dee ya. A naghị eji Olundị/Olumba ede akwụkwọ n'asụsụ Igbo. E were Olundị/Olumba dee akwụkwọ, akwụkwọ ahụ anaghị ekwe ọgụgụ. Mana, ọ bụrụ n'Igbo Izugbe ka e dere ya, ịgụ ya ana-aga werewere. Igbo Izugbe mekwara ka Obodo/Mba dị iche iche na-asụ Igbo, maọbụ na-amụ Igbo na-anụ ma na-aghọtakwuazị olu okwu ibe ha. Ọ bụ asụsụ Igbo Izugbe bụ asụsụ Igbo ọ ga-abụ, onye na-asụ asụsụ Abakeleke sụọrọ onye na-asụ asụsụ Ndọkị, ha aghọta onwe ha ozigbo. Onye na-asụ asụsụ Ngwa na onye na-asụ asụsụ Nsụka nọdụ, ha ana-akpọkọrịtara onwe nkata nke ọma na-enweghị ihe ọgbatauhie ọbụla. E werekwanụ asụsụ Igbo Izugbe dee asụsụ Igbo, ọ bụ otu onye si Afịkpo ga-esi ghọta ya ka onye si Ọka ga-esikwuazị ghọta ya.

A ga-echetakwa na ọ bụ mkpụrụedemede ọgbaraọhụrụ maọbụ ọtọgrafịị Ọnwụ nke otu Kọmitii Ọnwụ nke Maazị S.E Ọnwụ nọ n'isi ya wepụtara n'afọ 1961, ka e ji ede asụsụ Igbo Izugbe. O kwesịrị ka ọ bụrụ na onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo ga-ebu ụzọ mụta ma burukwa n'isi ka e si agụ maọbụ na-ede mkpụrụedemede abịdịị nriatọ na isii ahụ e nwere n'asụsụ Igbo n'ihi na a na-ebu ụzọ zọtagodu ala tupu a zọwa ute. Mmụta ya na-enyere onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo aka n'ịmụta nke ọma ka e si ede Igbo Izugbe.

Igbo Izugbe bụkwuazị asụsụ Igbo a na-akụziri onye ọbụla abụghị onye Igbo na-amụ asụsụ Igbo. Ọ bụkwụazị ụdịrị Igbo a tụrụ anya na onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo ga na-asụ, ma na-edekwa mgbe ọbụla a chọrọ. Onye ọcha na-amụ asụsụ Igbo hụ

onye Igbo, ọ bụ Igbo Izugbe ka ọ ga-asụrụ ya. Onye Yoruba kwanụ na-amụ asụsụ Igbo hụkwanụ onye Awụsa na-amụkwuazị asụsụ Igbo, ọ bụkwuazị Igbo Izugbe ka ha ga-eji gwakọrịta onwe ha okwu ma ha sụwa asụsụ Igbo.

N'ihi nke a, Igbo Izugbe bụ asụsụ ozuru mba ọnụ nke a na-enweghị onye, ndị, obodo maọbụ mba nwe ya. Naanị onye, ndị, obodo maọbụ mba nwe ya bụ onye, ndị, obodo maọbụ mba mụtara ka e si asụ ya na kwa ka e si ede ya.

## OLUNDỊ/OLUMBA NA IGBO IZUGBE

Ọ ga-adị mma ka a nọrọ n'ihu atanị gbaa ya akụ maka a gbachaa aja a gbaghị okoro ya, ọ wachikwa n'afa.

A ga-edepụta Olundị/Olumba dị iche iche na obodo/mba e siri nwetachaa ha n'akwụkwọ a ma depụtakwuazị **NTỤGHARỊ** ha n'Igbo Izugbe. A na-eme nke a ijiri mee ka nkọwa ihe ọmụmụ banyere Olundị/Olumba na Igbo Izugbe doo anya nke ọma ma kwụrụkwa chịm. A ga-agbakwuazị mbọ depụta olu asụsụ Igbo na ụfọdụ ndị e ji ya mara. A ga-edepụtakwuazị nkọwa na nghọta ụdịrị olu asụsụ ahụ n'Igbo Izugbe.

## OLUNDỊ/OLUMBA

### I. OLU NGWA (NA STEETI ABỊA)

Whe le e ji aga/eje mba mbụ ta amụta whe, sita la whe le-eji achọ la otule ọkụ mbụ azụ. Ma a gwọrọ ụgba ma ọ bụkwanụ ose la a sụrụ whe liile a maara mbụ la ogiri mbụ isi mmiri. Nwaalọ/Mwogbede ọ bụlaghị nkwesịrị ịgụsụ akwụkwọ tupu ya

ebido/malite chewa whe o chọwa ọ ga ịbụ ya mmee ya e gwere ya karachaa ibe ya nde o dowe. Ọ bụghụ naanị akwụkwọ na-ejiwe agụ nńaa/n'ụlọakwụkwọ sita la onye nrịrị elu agaala mba laabụ. Whe ndị la ejiwe ezhi l'ụlọakwụkwọ mbụ othu la-eji akpa agwa ọma la ndụ ọmawo/omume ọmawo. E jikwa enweta amaminhe ke ụwa naanịa l'ụlọ akwụkwọ.

Ọ bụ l'ezi la ịmụ whe/ịgụ akwụkwọ abụghụ ọgụ nne le-eji agbara nwa ma onye ọ bụlaghụ ngụrụ akwụkwọ gasụkwa ịga kelee Chineke mgbe ọ bụlaghụ sita la ọ bụrụ la olechasụkwa onwe ya anya ọ ghaghịsụ ịchọpụta/ọ gasụ ịchọpụta la whe ndị iche ndị la ndụ ya, la ọ bụghụ othu ahụ ọ dị mgbe a yee la ọ dịghị ba n'ụlọakwụkwọ/etere nzu la ọ dị gboowa la ọ gụchaala si la ya mfụta.

Onye ọ bụlaghụsụ ngụrụ akwụkwọ, o ji aghọta ụwa, na ụwa njikwa aghọta ogwe ya. Ọ dịghịsụ whe nga ime ta erie ji ndị otuma liile/ka ịkaịkaịị anya sia la ọ sagheele anya/wara anya. Whe ọ bụlaghịsụ onye ngụrụ akwụkwọ ntiila aka, whe ahụ nji aga nke ọma. Ọ gakwanụ isiike k'ukwu ime ya pọọpịị. Whe ike mfụta/whe nsie ike o jisu ama othu ọ gasụ iji fụta la whe ahụ la amaghụ othu a ga iji mee ya. E ji akwaịla onye ngụrụ akwụkwọ ugwu ruru la ya da asọpụkwara ya/enyekwa ya nsọpụrụ. whe ọ bụlaghụ onye ngụrụ akwụkwọ nji eme adịghị echere ya uche n'ihi la anyị amarala la ejighị akpọ mbe mfe mfe sita la a marawe ke ọma la ọ dị whe mbe nji bụrụ mbe/ọ dị whe mmere mbe sita da-aza ogbuehi. Gburugburu nna ndị ngụrụ akwụkwọ nnọ nkị ajụ ahu oyi sita la ụdịrị le ejiwe ebi ndịsụkwa iche la

ụdịrị ke ndị la-agụfụghụ akwụkwọ. E ji sita la omume/ndụ we tu chọpụta la mmadụ ndaawe nghere eghe.

L'eziokwu, o jighị adịmasụkwa mma madụ ịhụcha ìshì ga kpuo ya. O kwesịsụkwara ekwesị la onye ogbede/nwaalọ nwaogbede/nwatakịrị ọ bụlaghị ngụrụ akwụkwọ ke ọma sita la o bu nkụ onye mkpara l'ọkọchị ke le o ji anya l'udummiri. Chetakwa la whe e ji ańuchitara onye le eji akwụ ụgwọ mbụ mmayị, e jighị adachietere ya elu. marakwanụ!! la eji ọ bụlaghụ nkpuru isi mbụ whe e jighị aha la okpu.

Ụfọdụ obodo ndị e ji **asụsụ/olu Ngwa** wee mara bụ ndị a:
Obioma Ngwa (L.G.A), Okpuala Ngwa (L.G.A)
Isiala Ngwa (L.G.A), Eastern Ngwa, Aba (L.G.A)
Abayi, Ụmụagbaị, Ụmụọjịma, Ekeakpara,
Osisioma, Nvọsị, dgz

## IGBO IZUGBE

## NKỌWAPỤTA OLU NGWA AHỤ E DEPỤTARA N'ELU N'IGBO IZUGBE

Ihe e ji aga mba bụ ka a mụta ihe maka na ihe a na-achọ n'ike ọkụ bụ azụ. E tere ụgba, e tere ose, naanị ihe a maara bụ na ogiri bụ isi ofe. Nwatakịrị ọbụla kwesịrị itinye isi n'ụlọakwụkwọ tupu o chewe ihe ọzọ ọ ga-eme were karachaa ibe ya. Ụlọakwụkwọ abụghị naanị akwụkwọ ka a na-agụ na ya

n’ihi na onye rịrị elu agaala mba naabọ. Ụlọakwụkwọ bụ ebe a na-amụkwuazị maka ezigbo akparamagwa na omume ọma. A na-enwekwuazị amamihe nke ụwa n’ụlọakwụkwọ.

Ọ bụ eziokwu na ịgụ akwụkwọ abụghị ọgụ nne na-agbara nwa mana onye ọbụla gụrụ akwụkwọ kelewe chi ya kwa mgbe ọbụla n’ihi na ọ bụrụ na o nyochaa onwe ya ọ chọpụta na ọ bụghị otu ahụ ọ dị mgbe o tinyebeghị isi n’ụlọ e tere nzu ka ọ dịkwa mgbe o siri na ya pụta.

Onye ọbụla gụrụ akwụkwọ na-aghọta ụwa, ụwa aghọtakwuazị ya. O nweghị ihe ga-emekata ka e rie ji onye dị otu a n’ike maka na ọ chara mmanụ. Ihe ọbụla onye gụrụ akwụkwọ tinyere aka na-aga nke ọma. O siri ike ime onye dị otu ahụ pọọpịị. Ọgbọ anaghịkwa eri ya ma ọ gbajuo dọrọ. Onye gụrụ akwụkwọ na-enwekwuazị ugwu na nsọpụrụ. A naghị atụ uche ma onye gụrụ akwụkwọ mewe ihe n’ihi na a maara na ọ dịghị mfe ụkwụ ịkpọ mbe maka a maara n’ezie na o nwere ihe mbe, ji aza Ogbuefi. Okirikiri ebe ndị gụrụ akwụkwọ nọ na-ajụ oyi ma dakwaa ahụ jii n’ihi na ụdịrị ndụ ha na-ebi dịwagara iche n’ụdịrị nke ndị na-agụghị akwụkwọ na-ebi. A na-esi na ndụ ha achọpụta na mmadụ na-eye eye.

N’ezie, ọ naghị adị mma mmadụ hụchaa ìsì o jee kpuo ya. O kwesịkwara ka nwatakịrị ọbụla gụọ akwụkwọ nke ọma n’ihi na ọ bụ nkụ onye kpara n’ọkọchị ka ọ na-anya n’udummiri. Chetakwa! na ihe a na-áńụchitere diochi bụ mmanya, a naghị adachitere ya n’elu. Marakwa!! Na ejula ọbụla kpuru ìsì bụ onwe ya ka ọ wọrọ nri n’ihi na ntị ọbụla ga-anụ ihe anaghị aha ka okpu ata.

## OLUNDỊ/OLUMBA

## II. OLU NSỤKA (NA STEETI ENUGWU)

Nwagbọghọ na-esuwe ọ dị ka o ji aka nne nye. Obiọma dị agbọghọ ọyị ọ ga na-eche na ụwa bụ nke nye. Ọ nịgị akwanyere mmadụ ugwu. Okwu ọbụle a gwaranị dị ka a na-awị mminyi na mkpume. Nne nye na nna nye na-adụanị ka ndị ara. Ọ na-ele ha enya ka ndị amaghị ihe.

Iye kacha awhụ ụwhụ bụ na Obioma na-eje mbe niile. Ọ bụrụ na a whụma na Nsụka nta, echi le a whụma n’Okigwe. Ọ bụrụ na ọ na-ejegharị, ọ gịna eme enya vaa vaa ka onye oshi. Obioma agwụma nne nye na nna nye ike. Ndị Igbo sịrị na ihere anagị asọ onye era na ọ bụ ndụ nweenụ. Nkịrịnka omume Obioma na-echu ha ụra, ma na-ata he mminyi n’ashị. Ha tiere Obioma n’ụlọ ekwụkwọ ka ọ baanụ onwe nye uru, mana Obioma shi n’ụlọ ekwụkwọ gbafụta tii ishi mbe nke oyi. Esinte mgbe ọ bụ ka ọ na-ehegheri ka enwe. Ndụmọdụ nile a na-eneye Obioma na-agahanụ n’azụ. Mgbe ikpeazụ bụ Obioma chọfụtara na ọ na-abụ e techeru egwu ọ laa n’ukwu, maka na ọ na-abụ nkụ onye kpara n’udu mmiri bụ ọ na-anyọ n’ọkọchị.

## II. OLU NSỤKA AHỤ E DEPỤTARA N'ELU N'IGBO IZUGBE

Agbọghọbịa na-eto ọ dị ka ọ ga-aka nne ya. Obioma topụtara agbọghọ ọhụrụ were chee na ụwa bụ nke ya. Ọ dịghị ihe o ji mmadụ kpọrọ. Okwu ọbụla a na-agwa ya na-adị ka a na-agbasa mmiri na mkpume. Nne ya na nna ya na-adị ya ka ndị ara. Ọ na-ele ha anya ka ndị amaghị ihe.

Nke kachasị nke bụ na Obioma na-eje oke njenje. Ọ bụrụ na a hụ ya na Nsụka taa, echi a hụ ya n'Okigwe. Ka ọ na-agagharị ka anya ya na-eme fịam fịam ka nke onye ohi. Obioma agwụla nne ya na nna ya ike. Ndị Igbo sị ihere anaghị eme onye ara kama ọ na-eme nwanne ya. Omume ọjọọ ahụ Obioma na-eme na-echu ha ụra ma na-atakwuazị ha mmiri n'ahụ. Ha tinyere Obioma n'ụlọ akwụkwọ ka ọ gụọ akwụkwọ baara onwe ya uru, mana Obioma si n'ụlọakwụkwọ mapụta tinye isi ebe masịrị ya. Kemgbe ahụ ka ọ na-amaghịrị ka enwe. Ndụmọdụ niile a na-enye Obioma na-aga ya n'azụ. Mana n'ikpeazụ, Obioma chọpụtara n'ezie na ọ na-abụ a gbachaa egwu, ọ laa n'ukwu n'ihi na ọ bụ nkụ onye kpara n'ọkọchị ka ọ ga-anya n'udummiri.

## OLUNDỊ/OLUMBA

### III. OLU ORUMBA (NA STEETI ANAMBRA)

Aha nwatakịrị ahụ ghụ Chike. O jihu ntị ya laabọ anụ nhe, mala ishi ike o le-eme eruhu n'akwụkwọ ọ la-agụ. Chike le-emii ụmụ akwụkwọ ibe ya egwu na nleta akwụkwọ ọ ghụle. Nkenụ mere ha ji ekpufuru ya okpu n'ụlọ akwụkwọ. Chike so la ndụ la-enye nsogbu n'ụlọ akwụkwọ ha, maka la ihe ọ ghụle a la-alụ ọgụ ma ọ ghụ la-akọ ọnụ, Chike ja-anọrịrị kaahụ. Okwu la ụka ghụ nhe oriri ye. Kwa eshi ọ ghụla, Chike ja-ekotarịrị okwu. Eshi ọ bịara akwụkwọ, ya la nwataakwụkwọ o ghule hafụ nghọtahio onwe ha, ị mara shị ụhụ adụhụ ya eshi ahụ.

Mala ibe Chike ji karachaa ghụ ụvụrụ ya la-atụ nkụ l'akwụkwọ. O mehụ nhe ọ ghụle a kụshiere ya o jehụ aghọta. Nhe ọ ghụle o jiiri aka ya gụọ la-aghụshi ihe o jehu echewhu echewhu. Ajụjụ ọghụle a jụrụ ya n'ụlọ akwụkwọ la-adụ Chike ka a la-aracha ụtụ. Ọ ghụ mgbe ahụ ka o ji egoshi ndụ nkushi la ụmụ akwụkwọ ibe ya la nhe akpị ji eme ire dụ ya l'ike.

Ọ ghụ eshiokwu la Chike elehụ anọ otu kala n'ụlọ akwụkwọ ha. O shi ibenụ fụta, ọ gahee ibe ọdọ. Mala mgbe ọghụle ishi ogo ruru, ọ la-agba mbọ goshi nhe ya ghụ atụrụ jiri kara ewu ogologo.

## IGBO IZUGBE

## III. NKỌWAPỤTA OLU ORUMBA AHỤ E DEPỤTARA N'ELU N'IGBO IZUGBE

Aha nwatakịrị ahụ bụ Chike. O jighị ntị ya abụọ anụ ihe. Mana isi ike ọ na-eme erughị n'akwụkwọ ọ na-agụ. Chike na-emenye ụmụakwụkwọ ibe ya egwu n'ule ọbụla. Nke a mere ha ji ekpupụrụ ya okpu n'ụlọakwụkwọ.

Chike so na ndị na-enye nsogbu n'ụlọakwụkwọ ha, maka na ebe ọbụla a na-alụ ọgụ maọbụ na-akọ ọnụ, Chike ga-anọrịrị ebe ahụ. Okwu na ụka bụ nri ya. Kwa ụbọchị ọbụla Chike ga-ekotarịrị okwu. Ụbọchị ọ bịara akwụkwọ, ya na nwata akwụkwọ ọbụla ghara ịghọtahie onwe ha, ị mara na ahụ adịghi ya ụbọchị ahụ.

Mana ebe Chike dị were karịchaa bụ na ụbụrụ ya na-aghọ nkọ n'akwụkwọ. Ọ dịghị ihe ọbụla a kụziere ya ọ naghị aghọta. Ihe ọbụla o jikwanụ aka ya gụọ na-abụzi ihe ọ gaghịkwa echefu echefu. Ajụjụ ọbụla a jụrụ ya n'ụlọakwụkwọ na-adị Chike ka a na-aracha ụtụ. Ọ bụ oge ahụ ka o ji egosi ndinkuzi na ụmụakwụkwọ ibe ya na ihe akpị ji eme ire dị ya n'ike. Ọ bụ eziokwu na Chike anaghị anọ otu ebe n'ụlọakwụkwọ ha. O si ebe a pụta, ọ banye ebe ọzọ. Mana mgbe ọbụla isi ogo ruru, ọ na-agba mbọ gosi ihe ya bụ atụrụ jiri kara ewu ogologo.

## OLUNDỊ/OLUMBA

## IV. OLU NDỌKỊ (NA STEETI ABỊA NA RIVERS)

Nhe okeibiri kuso ọdụ hụ, nwantị guzo ọtọ ọ gaghị ịhụ a. Tete Ndụwụishi kaara a sị a o jiri nwayọọ meruo obi ala gụọ akwụkwọ a kwere na o jikeere ị zụa ruo nge ọ wụlaghị masịrị a kwere, na nhe a na-adọtara ọkụ ngwọ wụ maya, a gaghị ịdachitere a elu. Ndụwụishi gehụụ ntị na nhe tete a kaara hịa na kọleji nge ọ dị gbapụta, tiihịa ishi n'Aba gaa ịmụ ịzụ ahịa kwere na ọ sị na wụ e mee ngwaa ngwaa e meghara ọdachi.

Ma o mechahụụ afọ ọlị, nwa enyekere ọ dị na kee a amụ ahịa, aha a wụ Ọzọnna kpọrọ Ndụwụishi kpọlaa nke a tete a na nene a kwre na ọ sị na inwe ikpeyi dị Ndụwụishi ngwa ngwa k'ukwu na ọ ga-ịdọtara a mmejekpa ahụ.

O meghuu mkpụrụ ụbọchị asaa Ndụwụishi kusoro n'ụlọ we, ya kpọọ nene a na tete a sị we na nhe amaghị ote a na-eme a wụ ọnwụ. Ọ kaara we na tuuma ya ga ịkwụsọ madụ madụ na-echi mụọ mụọ, na ọ ga ịkara ya mma naya furu efu. Na ya ga ịchọrọ onwe a pụchiri ishi waa, afọ taa, ke e ka ibe a, gbuo a. na ya gaghị ikwere mgbagbu ghaara ọgụ.

Tete a kaara a shị ọ pụla, na ya ga ịchọtara a nge ọ ga ịmụ ọrụ, ma Ndụwụishi geghuu tete a ntị na nhe ọ kara a, gbara aja gbagide a tiyi ishi gachiri Aba kwere na ọ sị ma madụ mehụụ ka enye ara na ụmụnna agaghị ịlụyi a nwenyere. Mana ike a a nwatị a chefuru na e tukata dike agba aka alọghị n'ọgụ eshi ọlị/ ụbọchị ọlị e were mkpakara ekete/abọ bụlata ozu a. O

mezuhuu/ O zuchahụụ ọnwa abọ Ndụwụishi chọọrọ ikpeyi pụọ, ndee nwee a nata ozi na ndị uwe ojii jidere/kparala o wela ndị otu a n'aka nge wee ji egbe ga izu ohi. Otu a ka Ndụwụishi jiri rashịwa rakwoo eze kwere na ọchọ nhe ukwu gị ịhụ agba ehi.

Ụfọdụ obodo ndị e ji asụsụ/olu Ndọkị were mara bụ ndị a:

**Obohịa, Obunkụ, Ohambele**
(Ndị a niile dị na steeti Abịa)

**Opobo (**Nke a dị na Steeti Rivers)

## IGBO IZUGBE

## IV. NKỌWAPỤTA OLU NDỌKỊ AHỤ E DEPỤTARA N'ELU N'IGBO IZUGBE

Ihe okenye nọ ala were hụ, nwatakịrị kwụrụ ọtọ ọ gaghị ahụ ya. Nna Ndubụisi gwara ya ka o nwee ndidi gụọ akwụkwọ n'ihi na ọ dị nkwadebe izuru ya ebe ọbụla ọ chọrọ. Mana ihe a na-áṅuchitere diochi bụ mmanya, a naghị adachitere ya n'elu. Ndụbụisi gbakụtara ihe nna ya kwuru azụ si na kọleji ọ nọ mapụta tinye isi n'Aba ka ọ ga mụo ịzụ ahịa n'ihi na ọ sị na ọ bụ e mee ngwa ngwa, e meghara ọdachi.

Mana o mechaghị otu afọ, nnaukwu Ndụbụisi aha ya bụ Ọzọnna kpọlaa Ndubụisi be nne ya na nna ya n'ihi na ọ sị na inwe ego dị Ndụbụisi ajọ ọsịịsọ, na ọ ga-etinye ya na nsogbu.

O mechaghị otu izu ụka Ndụbuisi nọrọ be ha, ọ kpọọ nna ya na nne ya sị ha na ihe a maghị otu a ga-esi mee bụ ọnwụ. Kama ọ ga-anọ mmadụ mmadụ na-esi mmụọ mmụọ, na ọ kaara ya mma na o furu efu. Na ya ga-achọrọkwa onwe ya pụọ, isi waba, afọ rụba, nke ka ibe ya, ya gbuo. Na ya agaghị ekworo mgbagbu ghara ọgụ.

Nna ya gwara ya ka ọ hapụ ka ọ chọtara ya ebe ọ ga-amụ ọrụ mana Ndụbụisi gbakporo ihe nna ya gwara ya aja, were tinyekwa isi n'Aba n'ihi ọ sị na ọ bụrụ na mmadụ emeghị ka onye ara na ụmụnna ya agaghị alụnye ya nwaanyị. Mana, ya bụ nwatakịrị echetaghịzi na ọ bụrụ na e tukata dike agba aka alọta ọgụ, otu ụbọchị e were nkịrịnka nkata bulata ozu ya.

O mechaghị ọnwa naabọ Ndụbụisi chọọrọ ego pụọ, ndị be ha nata ozi na aka ndị uwe ojii kpatara ya na ndị otu ya ebe ha ji egbe gaa ohi. Ọ bụ otu a ka Ndụbụisi si rachawa were rachakwuo eze maka ọchọ ihe ukwu ga-ahụrịrị agba enyi.

## OLUNDỊ/OLUMBA

## V. OLU AFỊKPO (DỊ NA STEETI EBONYI)

Chụma na-eme eka ebọo. Ibe ọbụla ọ gabatarị na-ada ghara ghara. Ndị machaara ya amacharị na-akwatarị enya nkọ ọma ma ya ọ gbata, n'etito whọ maka onye arachaghị ọnụ a na ụgụrụ anara ya rachaa. Chụma amaghị onye nwụhụrụnị a na-akwarị akwa.

Ọ bụ n’ụlọ ekwụkwọ bụ ibe Chụma bidoro gbagheri ndị nke ya na atụrụ mụrụ ebunu gba eka nwa. Klasị ọbụla e tieri Chụma na ya, na-ahụsi enya maka nke ihe a na-ehuhu na ya. Nke ka ọjọọ bụ na obu dị Chụma n’azụ. Ebere mmadụ emeghị ye. Ihe nwata ekwụkwọ ọbụla Chụma ji enya ya hụ abụrụ ihe hụhụrụ ehuhu na ya ihiom abụọrụ ihe tụfuru alị mie na-atabughu enya.

Kama na ọ bụ izu anị bụ nke nkata kpukpubere onye a gọrọ agọ. Chụma jeri ahịa ka kpirị ego mmadụ, ndị ahịa gide ya wee kụọ mkpumkpu rugurugu. Nọ ọmụ weri gosi ye na ụgụrụ na-atụ oyi.

## IGBO IZUGBE

## V. NKỌWAPỤTA OLU AFỊKPO AHỤ E DEPỤTARA N’ELU N’IGBO IZUGBE

Chima na-eme aka abụọ. Ebe ọbụla ọ batara na-ada ghara ghara. Ndị maara ya nke ọma na-eke nkwụcha ma ọ bata n’etiti ha n’ihi na onye arachaghị onụ ya, ụgụrụ anara ya ọnụ ya rachaa. Chima amaghị onye nwụrụ ụzụ akwa ya na-ahịọ.

Ọ bụ n’ụlọakwụkwọ ka Chima malitere gosiwe ndị be ha na atụrụ mụ ebulu gba aka nwa. Klaasị ọbụla e tinyere Chima na ya na-ahusi anya n’ihi otu ihe si efu na ya. Nke kacha njọ bụ na obi dị Chima n’azụ. Ebere mmadụ anaghị eme ya. Ihe nwataakwụkwọ ọbụla Chima ji anya ya abụọ hụ, maọbụ ego maọbụ akwụkwọ aghọọla ihe a na-achọ achọ n’ihi na ihe ahụ ga-emi ala n’otu ntabianya.

Mana otu ụbọchị ka nkata kpudoro ya bụ onye aghụghọ. Chima gara ahịa were zuru ego mmadụ, ndị ahịa jide ya wee kụọ ya ihe ụzụ kụrụ ogene. Nke ahụ were gosi ya n'ezie na ụgụrụ na-atụ oyi.

## OLUNDỊ/OLUMBA

## IV. OLU ABAKELEKE (DỊ NA STEETI EBONYỊ)

Chịdị bụ nwata la-agba mbọ shi nene. Ọ kwa whọ nwata enya ruru alị shi nene. Nteke liile bụ ọ nọje achọ iwhe o eme te obi dị ya mma. Ọtọ etsojedi ụmụegirima ibe ya eme ishi ike. O o rubejere nne ye le nna ye ishi. O o nyekwara ndị sọrọ ye nsọpurụ. Chịdị tabụdụ nwata legideje ekwo ye egwfu egwfu. Ọ ọ la-amaje ekwo. Eka ọbụla Chịdị nọ, maọbụ n'ụlọ ekwọ whe, maọbụ n'ụlọ whe, ye la ekwo ya la-anaje eme. Nteke nteke bụ ọ nọke ajị ndị nkuzi whe iwhe ndị le-adoye enya l'iwhe gbasụrụ iwhe whe la-amụ, maka ye be ndị nkuzi whe gude whụ ye k'enya, la-agọkwara ye ma ọwhọ te ụpfụ bụ akpọ ye n'ule ekwọ ọbụla whe le-elele.

Chịdị kweshiri ike l'ime obi ye leetonwedụ ekwo ọbụla whe leluru ye eta agba onye nke mbụ. Ge whe lelegere ule sekọndịrị ọwhụ ka ge shinene, ọ ye bụ onye ka mee nke ọma l'ime ndị wheli ye lị wee lee ule anọ.

## IGBO IZUGBE

## IV. NKỌWAPỤTA OLU ABAKELEKE AHỤ E DEPỤTARA N'ELU N'IGBO IZUGBE

Chịdị bụ nwatakịrị na-agba mbọ nnukwu. Ọ bụkwuazị nwatakịrị anya ruru ala. Mgbe ọbụla ka ọ na-achọ ihe ọ ga-eme ga-abara ya uru. O soghị ụmụntakịrị ibe ya eme isi ike. Ọ na-erubere nne ya na nna ya isi. Ọ na-asọpukwuazịrị ndị tọrọ ya.

Chịdị abụghịkwa nwata ji akwụkwọ ya egwuri egwu. Ọ bụ nwata na-ama akwụkwọ. Ebe ọbụla Chịdị nọ, maọbụ n'ụloakwụkwọ ha, maọbụ n'ụlọ be ha, ya na akwụkwọ ya na-eme. Mgbe ọbụla ka ọ na-ajụta ndịnkuzi ya ihe ndị ọ na-aghọtaghị n'ihe ọmụmụ ndị a na-akụziri ha. Nke a mere ka ndị nkuzi ya hụ ya n'anya nnukwu, ma na-agọkwara ya ọfọ ka ụkwụ ghara ịkpọ ya n'ule ọbụla ọ ga-elele.

Chịdị kwenyesịrị ike n'onwe ya na ọ ga-agba onye nke mbụ n'ule akwụkwọ ọbụla ha lelere. Ka ha lelechara ule sekọndịrị ukwu, ọ bụ ya kacha ndị ya na ha lelere ule ahụ, were mee nke ọma.

## OLUNDỊ/OLUMBA

## VI. OLU OWERE (DỊ NA STEETI IMO)

Ọ na-abụ nwa'akịrị toma ya rị ka ọ gị ivu ụwa n'ishi. Ọ gama icheta sha manụ rị nrụ ja-anwụ anwụ. O nwehu nhe o memara lee anya azụ n'ihi na o chere shị ụwa rị abụọ. Ọ maghị shị nhe akụrụma dara aghụọ nhe ọ na-antọ. Okokporo alụbeghị nwayị

ekwula shị ya abụrụla **Ọnọnenyi** n'ihi na nke e bịa azụ ka. Ekedị wụ otu onye n'ime okorobịa na nga ha ma ghụkwa onye na-eme okorobịa. Ọ gbajuo dọrọ, a shị a ga-evu ọ shị oolo. Ya tinye ishi, naanị ya evuru. Mana eke mara ya nkụkwa ma ọ lụchara nwayị, maka onye lụrụ nwayị ọjọọ ejirila aka ya gwuo ala ili ya. Nwayị ya mechara ya nhe ya mata n'echiokwu shị ụwa ka mma na nrọ.

Nwayị Ekedị jii ọsọ elu ji ọsọ ala. Naanị nhe ọjọọ gbakọrọ ya ishi. Nrọ ya niile wụ kpa ọ ga-eji gbọọ di ya ntị na ịhịọfụ ya ọnụ. O nwehụ mma Ekedi ba'ara n'ụlọ di ya zuo ike. Ọ gwụchaala nhe obi mghọwa ka nwayị ya na-eme ya. Ke kacha emekụta Ekedị n'ahụ wụ nwayị ya rụchaa ala ahụ niile ma fuchaa eze elu nọ ya, o buru ụzọ bema akwa.

Ị hụ nwayị Ekedị n'eshi ọ na-ekwu ụka, na-akọ akụkọ gị chee shị uru nọ n'ukwu ụkpara. Ma ị ba ya ime, ị mata eshiokwu o nwehụ nhe nọ n'akpa a machiri ọnụ. Ndị maruru nwayị Ekedị ala ma shị a hụ ghụ ọnwụ na-egbu di ya. Na mma niile ọ mara wụ mma ekwensu maka obi kpụ ya elo agwọ. Ma ụmụnna Ekedị hụrụ na shị Ekedi nwanne ha ta eshila na dimkpa fụọ, na-ayọda ala he enyeela aka wee kpọọla nwayị ya ebe nne ya nna ya maka na kama ụsụ ga-antagbu m ka ụsụ ahụ felaga.

## IGBO IZUGBE

## VII. NKỌWAPUTA OLU OWERE AHỤ E DEPỤTARA N'ELU N'IGBO IZUGBE

Ọ na-abụ okorobịa na-etolite, ọ dị ya ka ọ ga-ebu ụwa n'isi. Ọ naghịzi echeta na ihe na-eku ume na-anwụ anwụ. Ọ na-eme ihe, ọ naghị ele anya n'azụ n'ihi na ọ na-echefu na ụwa dị abụọ. Na ọ bụghị otu akịilu si ada n'ọnụ ka o si atọ.

Nwoke alụbeghị nwaaayị ekwukwala na ya abụrụla **'Ọnọnenyi'** n'ihi na ihe ukwu ka kpe azụ. Ekedi so na nwoke bụ okorobịa na be ha ma na-emekwa okorobịa. Ọ gbajuo, dọrọ, a sị na a ga-agbata agbata, ọ sị mba. O tinye isi, ọ magburu ya sọ ya. Mana eke tiri ya ka ọ lụchara nwaanyị n'ihi na onye lụrụ ajọ nwaanyị ewerela aka ya gwuo ili onwe ya. Nwunye ya mechara ya ihe, ọ ghọta n'ezie na ụwa ka mma na nrọ.

Nwunye Ekedị ji ọsọ elu, jidekwa ọsọ ala. Naanị ihe ọjọọ kụrụ ya akwa n'isi. Nrọ niile ọ na-arọ bụ otu ọ ga-esi gbọọ di ya ntị ma hịọchapụkwa ya ọnụ. O nweghị mgbe Ekedị batara na be ya ọ na-enwe ezumike. Naanị ihe obi mgbọwa ka nwunye ya na-eme ya. Ihe kacha eru Ekedị n'ahụ bụ na ọ na-abụ nwunye ya rụchaa ala ahụ niile, ma puchaa eze elu dị ya, o buru ụzọ bewe akwa.

Ị hụ nwunye Ekedị n'ezi ebe ọ na-ekwu okwu maọbụ na-akparịta nkata, i chee na uru dị n'ukwu ụkpana. Mana ị bata ya ime, ị mata n'ezie na o nweghị ihe dị n'akpa e kechiri ọnụ. Ndị maruru nwunye Ekedị ala maara ya dị ka **'ọnwụ na-egbu di'**

Na mma niile ọ mara bụ mma ekwensu n'ihi na obi ya kpụ elo agwọ.

Ka ụmụnna Ekedị hụrụ na Ekedị nwanne ha nwoke esila na dimkpa pụọ, were na-agbadazi n'ike n'ike, ha nyeere ya aka were kpọlaa nwunye ya na be nne ya na nna ya n'ihi na kama ụsụ ga-atagbu m ụsụ ahụ felaga.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAOTU

1. Gịnị bụ Olundị?
2. Dee ma kọwaa ihe bụ Igbo Izugbe
3. Olundị na Igbo Izugbe, ha bụ otu? Kọwaa onwe gị nke ọma.
4. Depụta okwu ndị a na-esota n'asụsụ obodo gị:

> M ga na-agụsi akwụkwọ m ike ka m were nwee ike were bụrụ **'Ọkaibe'** mgbe ọbụla e lelere ule n'ụlọakwụkwọ anyị. Amatara m n'ezie na ọ bụ onye ọbụla na-enyere onwe ya aka ka Chukwu na-anọnyere mgbe niile. N'ihi nke a, onye chọọ ịza **'Ọkaaka'** ya gbaa mbọ kata ahụ n'ihe ọbụla ọ na-eme bụ ezigbo ihe.

5. Dee ma kọwaa ihe kpatara o jiri dị mma ka a na-akụzi ma na-amụkwa maka Igbo Izugbe n'ụlọakwụkwọ anyị ga.

# NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAABỤỌ
# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
# OGAN OKWU (ORGANS OF SPEECH)

N'ihe niile Chukwu kere, ọ bụ mmadụ na-ekwu okwu. Ọ bụghị okwu na-ekwu mmadụ. Chukwu kechara mmadụ were kenye ya ihe ndị ga-eme ka ọ na-ekwu okwu. Ọtụtụ akụkụ àhú (body) mmadụ na-enyere aka n'ụzọ dịgasị iche iche ijiri hụ na okwu na-aputa. Okwu mmadụ na-ekwu bụ iji were ghọta onwe, kuzie ihe, zie ozi, mekọrịta, kpakọrịta ụka, zikọrịta ozi, dụọ ndụmọdụ dgz. Okwu niile ahụ a na-ekwu, e nwere mpaghara ahụ dị iche iche na-ejekọrịta ma na-emekọrịta ijiri hụ na ebumnuche okwu a chọrọ ikwu maọbụ a na-ekwu, pụtara ìhè nke ọma site n'ụda ha ga-ezipụta ma chịkọta ọnụ, n'ọkpụrụkpụ okwu e chere maọbụ e bu n'uche. Ọ bụ akụkụ ahụ ndị ahụ dị iche iche na-enyere aka ịchikọta ụda okwu na ikpokọta echiche ụda okwu ka a maara dị ka Ọgan Okwu (Organs of Speech).

A ga-edeputazị akụkụ ahụ ndị ahụ niile a na-ekwu maka ha, ma kọwakwaa ọnọdụ ha na ọrụ ha na-arụ n'ịkpọpụta okwu.

## I) EGBUGBERE ỌNỤ – THE LIPS

Egbugbere ọnụ dị abụọ. E nwere egbugbere ọnụ elu, nwee egbugbere ọnụ ala. Ma egbugbere ọnụ elu, ma egbugbere ọnụ ala, ha niile bụcha akụkụ ahụ mmadụ. Ọ bụkwa n'isi mmadụ ka ha dịcha. Egbugbere ọnụ so enyere aka n'ịkpọpụta mabọụ iwepụta ụda okwu. O nwere ụda okwu na-apụta ihe na mkpụrụ okwu e nwere n'okwu ma ọ bụrụ na ha abụọ jekọọ ọnụ. Naanị egbugbere ọnụ elu, maọbụ egbugbere ọnụ ala, anaghị ewepụta

ụda. Mgbe ha ji ewepụta ụda bụ mgbe ha jekọrọ ọnụ maọbụ mekọrịta ọnụ. Ọ bụrụ na egbugbere ọnụ abụọ na-eweputa ụda, ha nwere ike imepe emepe (ghere oghe), kpachitụ akpachi, kpachie akpachi, ịdị ọrọghọrọ maọbụ nwaọrọghọrọ. Otu ọbụla egbugbere ọnụ abụọ siri nọdụ n'ọnọdụ ndị a e deputara, na-egosi ụdịrị ụda ọ na-ezipụta ma na-ewepụta.

## II. NGỤ – THE LUNGS

Ikuku ọbụla anyị na-ekuru, ma nke anyị si n'imi anyị maọbụ n'ọnụ anyị ekubata n'ime ahụ anyị, ma nke anyị si n'imi anyị maọbụ n'ọnụ anyị ekupụ, bụ na ngụ ka ọ na-abanye ma sikwa na ya na-apụta. Mana o kwesịrị ka a mata na ọ bụ ikuku nke si na ngụ apụta na-emebe ụda okwu. Mgbe a chọrọ ikwu okwu maọbụ kpọpụta ụda, ọ bụ site na mpụta n'ike nke ikuku si na ngụ apụta ka e si enweta ụda okwu. Ọ bụ eziokwu na ọ bụ n'imi maọbụ n'ọnụ ka ikuku si aba, ma sikwara na ha na-apụta, njem ikuku n'ime ahụ mmadụ nwere usoro ọ na-agbaso ma nwekwuazị ọwa ọ na-eso, ma n'ọbụba ya, ma na mpụta ya. Ọ bụ ọwa ahụ ikuku na-eso ka a maara dị ka **Ọwa Nkuume** *(Respiratory System).* Ọ bụrụkwa na e si na nkuume nke metụtara ngụ na-akpọpụta ụda, ụda ahụ a na-akpọpụta na-enwekwa ọwa ọ na-esi. Ọwa ahụ mkpọpụta ụda ahụ na-esi were na-apụta ka a maara dị ka usoro **Ọwa Akpọmụda** *(Air-stream Mechanism)*. Mana ebe ya bụ ikuku nkupụtaume na-esi apụta tupu ọ banye n'ọwa akpọmụda bụ n'akpọmụda nsìnàngù *(Pulmonic air stream).* Ikuku na-enyere aka nke ọma n'ịkpọputa maọbụ wepụta ụda, na-eso usoro ọwa akpọmụda. Ọ dị ụzọ ọwa akpọmụda atọ na-eso usoro iji ikuku mewe maọbụ wepụta ụda okwu. Ha bụ:

a) Akpọmụda Nsinangụ (Pulmonic air-stream)
b) Akpọmụda Nsineeko (Glottalic air-stream)
ch) Akpọmụda Nsinaakpo (Veleric air-stream)

Ọwa akpọmụda ndị a niile nwechara ụda okwu ha na-ewepụta malite na ngụ ebe a na-enweta akpaikuku.

## III) IRE – THE TONGUE

Ire bụ n'ime ọnụ mmadụ ka ọ na-adị. Kwa mgbe ọbụla, ire na-emeghari̇ emeghari̇. Ọ naghị ekwu okwu, ọ na-eri nri maọbụ na-eme mkpọtụ, maobụ na-agụ egwu. E wepụ ire mmadụ, onye ahụ agaghịzị ekwu okwu. Ọ bụ ire kacha na mpaghara ahụ mmadụ na-enyere aka n'ụzọ pụrụ iche n'iwepụta ụda na kwa n'imewe okwu. Ire nwere ụda ndị e ji ya ewepụta. Ọ nwekwara mkpụrụokwu ndị na-esi n'ire were na-apụta. Mana, tupu e nwee ụda ndị ahụ, ọ ga-enweri̇ri̇ mpaghara ọnụ ire ga-emetụta tupu ụda e bu n'uche apụta. Ire dị mpaghara ụzọ atọ. Ha bụ **ihu ire**, *(front tongue),* **ùgbò ire** *(mid-part of the tongue)* na **àzụ ire** *(back tongue).* Akụkụ ire atọ a nwechara otu ha si eweputa ụda ma ọ bụrụ na ha na mpaghara ọnụ ụfọdụ dị ka anyụrụ *(soft palate),* akpọime *(hard palate)*, azụ anyụrụ *(palate-alveolar)*, eze *(teeth),* dgz. Ọ bụkwa n'ihu ire ka ọnụ ire dị.. Ọ bụkwa n'ugbo ire ka etiti ire dị.

## IV) ÀSHÀ/NKỌLỌ – THE UVULAR

Uvulà sokwa emebe ụda n'asụsụ. N'ime ọnụ mmadụ, asha na-adị na ngwụcha azụ ire. Ọ na-anọkwa n'okpuru ọdụ akpọ. Uvulà na-anọ na mmalite oghere ọwa nri, malite n'ọnụ. Ọ bụrụ na mmadụ saghee ọnụ ya nke ọma, ọ ga-ahụ ebe asha

tụkwụnyere n’etiti ngwụcha ọdụ akpọ na ngwụcha azụ ire. Mmadụ na-ekwu okwu, ọ na-emeghari̩. Ọ bụkwa site na mmeghari̩ ya ahụ ka o si ezipụta ụda okwu. Ọ na-enyekwara mpaghara ọnụ ndị ọzọ ha na ya na-emetụta, aka n’imewe ụda ma zipụtakwa ya.

## V) EZE (THE TEETH)

Mmadụ Chukwu kere nwere eze o ji ata ihe siri ike. Ọ bụkwa n’ime ọnụ mmadụ ka eze na-adị. Mana, o kwesiri̩ ka a mata na ọ bụghị naanị iji taa ihe maọbụ rie nri ka eze na-arụ. Na eze na-enyekwara aka n’imewe maọbụ wepụta ụda okwu. E nwere eze elu, nwee eze ala. Ma eze elu, ma eze ala, ha niile na-ejikọ aka ọnụ were na-ata ihe. Mana, ọ bụrụ na eze elu na egbugbere ọnụ ala jekọọ, a na-enwe ụda. Ụdiri̩ ụda a na-apụta ma ọ bụrụ na eze elu dụdo n’egbugbere ọnụ ala, a na-enwekwa obere oghere ebe obere ikuku si apụ. Ọnọdụ dị otu a diri̩, a na-enwe ụda okwu. E nwere ụda mkpụrụ okwu a na-enweta site na mmekọri̩ta ahụ eze elu na egbugbere ọnụ ala).

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAABỤỌ


1. Dee ma kọwaa ihe bụ ọgan okwu.
2. Egbugbere ọnụ ole ka mmadụ nwere? Kọwaa otu egbugbere ọnụ si enyere aka n’ikpọpụta okwu.
3. Kedụ otu ngu si ezipụta mkpọpụta okwu?
4. Dee ma kọwaa ihe bụ Uvula.
5. Kedụ ọrụ pụrụ iche ire na-arụ na mkpọpụta okwu?
6. Kọwaa nke ọma ụzọ pụrụ iche eze si enyere aka na mkpọpụta okwu.

# NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAATỌ
# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
# EBE MKPỌPỤTA ỤDA OKWU (PLACE OF ARTICULATION)
# (ỌGAN OKWU)

Mkpụrụedemede ọbụla n'asụsụ Igbo nwere otu e si akpọ ya ma nwekwuazị ebe e si akpọpụta ya. Ọ bụ otu ahụ e si akpọpụta ha ka ha si arụ ọrụ n'okwu ọbụla ha nọ n'ime ya, maka na ha ga-eji ọnọdụ ha na ụda ha were mee ka a ghọta okwu ha nọ ime ya zuo oke. Ebe e sikwanụ akpọpụta ha na-akọwakwuazị ụdịrị mkpụrụedemede ha bụ. Ọ bụ ebe ahụ e si akpọpụta ha ka e si amata ihe ha dị ka ya. Ọ bụkwuazị ebe ndị e si akpọpụta ha ka ụda ha si apụta n'ọnụ.

Mkpụrụedemede asụsụ Igbo dị iriatọ na isii. N'ime mkpụrụedemede iriatọ na isii ndị ahụ ka e nwere mkpụrụedemede ụdaume nke dị naanị mkpụrụedemde asatọ. Mkpụrụedemede mgbochiume dịkwa n'ime ha dị mkpụrụedemede iriabụo na asatọ. Mkpụrụedemede asụsụ Igbo niile ndị a nwegachara otu e si akpọpụta ha n'ọnụ, ma nwekwuazị ebe e si akpọpụta ha n'ọnụ.

# IHE OSISE ỌGAN OKWU
# MKPỌPỤTA IHE OSISE



Ọtụtụ ihe mejupụtara ọnụ mmadụ. Ọ bụ ihe ndị ahụ mejupụtara ya na-enyere aka na mkpọpụta okwu. Ụfọdụ n'ime mpaghara ihe ndị ahụ mejupụtara ọnụ mmadụ ma bụrụkwa ndị nke na-enyere aka n'imewe ụda okwu, ịkpọpụta ụda okwu na iwepụta okwu bụ:

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| **ire** | **eze** | **anyụrụ** | **akpo** | **egbugber e** |

Ihe ndị ahụ e depụtara bụ ihe ndị a na-ahụ n'ọnụ e ji ekwu okwu. Nke ọbụla n'ime ha nwekwara otu pụrụ iche o si enyere aka na mmebe ụda okwu na mkpọpụta ụda okwu.


Mkpụrụedemede ọbụla n'asụsụ Igbo nwere mpaghara maọbụ akụkụ ọnụ ebe e si akpọpụta ya. Ọ bụ akụkụ ahụ o si apụta na-egosipụta ụdịrị mkpụrụedemede ọ bụ. Mkpụrụedemede ụdaume na mkpụrụedemede mgbochiume nwegachara otu e si akpọpụta ha ma nwekwuazị ebe e si akpọpụta ha. Ebe e si akpọpụta ha dịgasị iche, dị ka otu o si were dị n'otu e si akpọpụta ha. Ebe e si akpọpụta ha dịgasị iche dị ka otu o si were dị n'otu e si akpọpụta ha.

A ga-amalite lebawa ha anya ma depụtawakwa otu e si akpọpụta mkpụrụedemede ndị ahụ e nwere n'asụsụ Igbo na ebe e sigasị akpọpụta ha. Mkpụrụedemede ndị a ga-ebu ụzọ leba anya bụ mkpụrụedemede ụdaumme.

# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ
# MKPỌPỤTA ỤDAUME

Mkpụrụedemede ụdaume dị asatọ n'ọnụọgụ. Nke ọbụla n'ime ha nwekwaranụ otu e si akpọpụta ya na ebe e si akpọpụta ya. Mana, tupu e depụta ha, ọ ga-adị mma ka e wepụta ***ihe osise mkpụrụedemede ụdaume*** nke ga-enyere aka nke ọma na nkọwa ha. Ihe osise a a ga-ewepụta na-egosipụta otu mkpụrụedemede ụdaume si arụ ọrụ n'ihe ọmumụ ọganụ okwu.


## CHAATỊ ỤDAUME (IHE OSISE MKPỌPỤTA ỤDAUME




Ihe nsepụta ụdaume (chaatị ụdaume) na-egosipụta ọnụ mmadụ ma a na-akpọpụta mkpụrụedemede ụdaume. Mkpụrụedemede ụdaume asatọ ahụ bụ ndị a:

| | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| **a** | **e** | **i** | **ị** | **o** | **ọ** | **u** | **ụ** |

## ii) NDEPỤTAGHARỊ CHAATỊ ỤDAUME (TRANSCRIPTION OF THE VOWEL CHART)




Ihe osise a na-egosipụta ndeghari ụda mkpụrụedemede ụdaume. Ụfọdụ n'ime ụda ndị ahụ bụ ndị a:


ɑ → a

ɔ → ọ


ʊ → ụ

Mkpụrụedemede ụdaume werechara ọnọdụ ha dị ka otu o kwesịrị ma e si n'ọnụ na-akpọpụta ha dị ka o siri dị n'ihe osise ahụ dị iche iche e sepụtachara n'elu. A ga-ewepụtazị chaatị (ihe osise) mpaghara ọnụ ebe e si enweta nke ọbụla n'ime ha.

## iii) CHAATỊ ỤDAUME IHU
## (IHE OSISE MKPỌPỤTA ỤDAUME IHU)





## iv) NDEPỤTAGHARỊ CHAATỊ ỤDAUME IHU




Mkpụrụedemede ụdaume ndị a bụ ndị nke e si n'ihu ọnụ enweta ụda mkpọpụta ha. Ọ bụrụ na ị na-akpọpụta nke ọbụla n'ime ha, ị ga-achọpụta na ụda mkpọpụta ha na-esi n'ihu ọnụ apụta dị ka e siri gosipụta n'ihe osise ahụ dị n'elu. A na-akpọpụta nke ọbụla n'ime ha, ọnụ na-emeghe emeghe, ghere oghe. N'ihi nke a, a maara mkpụrụedemede ụdaume ndị a dị ka **ụdaumeihu.**

## v) CHAATỊ ỤDAUME AZỤ (IHE OSISE MKPỌPỤTA ỤDAUME AZỤ)

**o ọ u ụ**





## vi) NDEPỤTAGHARỊ CHAATỊ ỤDAUME AZỤ





Mkpụrụedemede ụdaume ndị a bụkwa mkpụrụedemede ụdaume ndị e si n'**azụ ọnụ** enweta mkpọpụta ụda ha. A maara ha dị ka **Ụdaumeazụ**. Ọ bụrụ na a na-akpọpụta nke ọbụla n'ime ha, ọ na-adị ka ọnụ ọ na-emechi emechi. A na-enwekwa obere oghere n'ọnụ ma a na-akpọpụta nke ọbụla n'ime ha nke ikuku ga-esi na ya na-apụta. Mgbe a na-akpọpụta mkpụrụedemede ndị a, e nwere ọnọdụ ire na akụkụ ọnụ ndị ọzọ, ga-anọ. Ha na-emeghari nwantakịrị were wepụta mkpọpụta mkpụrụedemede ndị ahụ na ụda ha.

### vii) MKPỌPỤTA ỤDAUME

ị ụ i u




### viii) NDEPỤTAGHARỊ IHE OSISE ỤDAUME (CHAATỊ)




N’ime mkpụrụedemede ụdaume anọ ndị ahụ e depụtara n’ime ihe osise (chaatị) ahụ dị n’elu, abụọ n’ime ha bụ ndị mkpọpụta

ha na-esite n’ihu ọnụ. Ha bụ ndị a:

**i ị**


Abụọ ọzọ n'ime mkpụrụedemede ụdaume anọ ahụ bụ ndị mkpọọpụta ha na-esi n'azụ ọnụ. Ha bụ ndị a:

**ụ u**


Ụdaume anọ ndị a e depụtara bụkwa ụdaume ndị ụda ha na-apụta site na mmetụta nwantakịrị ọnụ ire na akpo elu na-emetụta. A na-akpọọpụta ha, ire na-emetụ akpo elu nwantakịrị.

## ix) MKPỌỌPỤTA ỤDAUME

**a e o ọ**




## x) NDEPỤTAGHARỊ IHE OSISE (CHAATỊ) ỤDAUME




Mkpọpụta mkpụrụedemede ụdaume abụọ n’ime mkpụrụedemede ụdaume anọ ndị ahụ e depụtara n’elu bụ ndị mkpọpụta ha na-esita n’ihu ọnụ. Mkpụrụedemede ụdaume abụọ ndị ahụ  bụ ndị a:

**a     e**

Mkpụrụedemede ụdaume abụọ ndị ọzọ bụ ndị ụda ha na-esita n’azụ ọnụ ma a na-akpọpụta ha. Ha bụ ndị a:

**o     ọ**

Ma mgbe e ji enweta ụda na mkpọpụta mkpụrụedemede ụdaume anọ ndị a bụ mgbe ire hapụrụ ịmetụta akpo elu ma gbadatazia ala ma a na-akpọpụta ha. Mkpụrụ okwu maọbụ mkpụrụedemede ndị ahụ ọ na-abụ a na-akpọpụta, ire agbadata ala, ebe akpọ elu ga-adịkwa n’elu bụ ndị a:

| | | | |
|---|---|---|---|
| **ị** | **u** | **i** | **ụ** |

**ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ATỌ**
**MKPỌPỤTA MGBOCHIUME**

Mkpụrụedemede mgbochiume ọbụla nwere ebe na otu e si akpọpụta ya. E nwere mkpụrụedemede mgbochiume iriabụọ na asatọ. Nke ọbụla n'ime ha nwere mpaghara ọnụ ebe ụda ya na mkpọpụta ya si apụta. O nwere akụkụ ọnụ mmegharị ha maọbụ mmekọrịtaọnụ ha na-ewepụta ma na-egosipụtakwa ụda ha, otu e si akpọpụta ha na kwa ebe e si akpọpụta mkpụrụedemede mgbochiume ọbụla. Ihe niile mejupụtara ọnụ mmadụ tinyekwara akpịrị na-atụta ụtụ nke ha na mwepụta na mkpọpụta okwu na ụda okwu n'asụsụ Igbo. A ga-edepụta ma kọwakwaa otu na ebe e si akpọpụta mkpụrụedemede mgbochiume ndị ahụ e nwere n'asụsụ Igbo. Mkpụrụdemede mgbochiume ndị ahụ e nwere n'asụsụ Igbo bụ ndị a:

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| **e** | **ch** | **d** | **f** | **g** | **gb** | **gh** |
| **gw** | **h** | **j** | **k** | **kp** | **kw** | **l** |
| **m** | **n** | **ń** | **nw** | **ny** | **p** | **r** |
| **s** | **sh** | **t** | **v** | **w** | **y** | **z** |

Mkpụrụedemede mgbochiume ndị a niile nwechara ebe ha si apụta ma ọ bụrụ na a na-akpọpụta ha. Ọ bụrụ na ị na-akpọpụta nke ọbụla n'ime ha, i gee onwe gị ntị nke ọma ị ga-ahụ ebe mkpọpụta ha si na ụda apụta. Ọ bụrụkwanụ na i leruo ya anya nke ọma maọbụ geruo ya ntị ala, ị ga-achọpụta akụkụ ọnụ ndị na-ewepụta ya bụ ụdaokwu na mkpọpụta ha. A ga-eji ihe osise (chaatị) mgbochiume dị ka Emenanjo (2010) siri kọwapụta were gosipụta otu na ebe e si akpọpụta mkpụrụedemede mgbochiume ndị ahụ niile n'otu n'otu.

**CHAATỊ MGBOCHIUME – (CONSONANT CHART)**
**(IHE OSISE MAKA MKPỌPỤTA MGBOCHIUME)**

| Mkpọpụta Mgbochiume, Ụda ha na ka e si Akpọpụta ha | | Mkpụrụedemede Mgbochiume, Ụda ha, Ebe Ụda Ha Si Apụta Na Ebe E Si Akpọpụta Ha | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | | Egbugbere Abụọ | Egbugbere Na Eze | Egbugbere Na Akpo | Akpo Ihu | Akpọ Ime | Anyụrụ Na Akpo | Akpịrị (Eko) |
| ỤDAIKE | Kendakpu | p< Б | | gw kw | | | | |
| | Keọkpọrọ (Kendapụta) | p b | | | | k g | t d | |
| | Kemkpọnaakpọ | pj bj | | | | | | |
| | Kemkpọnuume | ph bʰ | | | | kʰ gʰ | tʰ dʰ | |
| | Kemkpọneegbugbere | gb kp | | | | kw gw | | |
| | Kensineeko | | | | | | t d | |
| ỤDARỊ | Keọkpọrọ | | | | | | ɣ | |
| | Kemkpọnimi | | | | | | ɣ̃ | |
| ỤDAYỊỊ | | w | | | j | | | |
| ỤDAIMI | Keọkpọrọ | m | | | ɲ | ŋ | n | |
| | Kemkpọneegbugbere | | | | | ŋw | | |
| | Keegbugberenaakpọ | ŋm | | | | | | |
| ỤDALỊỊ | | | | | | | ɭ | |
| ỤDACHỊỊ | | | | | tʃ dʒ | | | |
| ỤDASHỊỊ | Keọkpọrọ | | f v | | ʃ | ɣ | ʃ z | h |
| | Kemkpọnaakpo | | fj vj | | ʃj | | ʃj zj | hj |
| | Kemkpọnimi | | f̃ ṽ | | | | ʃ̃ ʒ̃ | ɦ |
| | Kemkpọneegbugbere | | | | | | | hw |

Akwụkwọ a ga-ewepụtazi ndepụtagharị chaatị mgbochiume ahụ iji were mee ka o doo onye ọbụla ọ na-agbasa anya, anya.

Ndepụtaghị a ga-enyekwara ma ndị na-akuzi ụdaasụsụ Igbo, ma ndị na-amụ ụdaasụsụ Igbo, aka n’ikuzi na ịmụta ụdaasụsụ Igbo. Ndepụtagharị chaatị mgbochiume ga-enyekwuazị aka n’ụzọ purụ iche ma bakwuazị nnukwu uru n’ihe ọmụmụ banyere Asụsụ, Ụdaasụsụ na Ụtọasụsụ Igbo.

## NDEPỤTAGHARỊ CHAATỊ MGBOCHIUME (TRANSCRIPTION OF THE CONSONANT CHART)

| Mkpọpụta Mgbochiume, Ụda ha na ka e si Akpọpụta ha | | Mkpụrụedemede Mgbochiume, Ụda ha, Ebe Ụda Ha Si Apụta Na Ebe E Si Akpọpụta Ha | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | | Egbugbere Abụọ | Egbugbere Na Eze | Egbugbere Na Akpo | Akpo Ihu | Akpo Ime | Anyụrụ Na Akpo | Akpịrị (Eko) |
| ỤDAIKE | Kendakpu | | | gw kw | | | | |
| | Keọkpọrọ (Kendapụta) | p b | | | | k g | t d | |
| | Kemkpọnaakpo | | | | | | | |
| | Kemkpọnuume | | | | | | | |
| | Kemkpọneegbugbere | gb kp | | | | | | |
| | Kensineeko | | | | | | | |
| ỤDARỊỊ | Keọkpọrọ | | | | | | ɣ | |
| | Kemkpọnimi | | | | | | | |
| ỤDAYỊỊ | | w | | | y | | | |
| ỤDAIMI | Keọkpọrọ | m | | | ny | ṅ | n | |
| | Kemkpọneegbugbere | | | | | nw | | |
| | Keegbugberenaakpo | | | | | | | |
| ỤDALỊỊ | | | | | | | ɭ | |
| ỤDACHỊỊ | | | | | ch j | | | |
| ỤDASHỊỊ | Keọkpọrọ | | f v | | sh | gh | s z | h |
| | Kemkpọnaakpọ | | | | | | | |
| | Kemkpọnimi | | | | | | | |
| | Kemkpọneegbugbere | | | | | | | |


Ihe nsepụta ahụ (chaatị mgbochiume ahụ) e sepụtara n’elu na-egosipụta ụdịrị ụda mkpụrụedemede mgbochiume ọbụla, otu e

si akpọpụta ha, na kwa ebe e sikwa akpọpụtagasị ha n'ọnụ mmadụ, siri dị. Dị ka e siri kọwapụta n'ihe osise ahụ (chaatị ahụ), mkpụrụedemede mgbochiume ọbụla nwere mpaghara maọbụ akụkụ ọnụ ebe o si apụta ma nwekwuazị ụdịrị ụda mkpurụedemede nke ọbụla n'ime ha na-ezipụta.

Tupu e depụta mkpurụedemede mgbochiume n'usoro mkpọpụta ha, a ga-ewepụta ihe osise ọzọ ga na-arụtụ aka kpọmkwem n'ihe a na-ede maka ya. Ọ bụ site n'ihe osise a ka a ga-esi mata nke ọma otu akụkụ ọnụ mmadụ si emeghari ahụ n'iwepụta ụda mkpụrụ okwu. E sikwuazị na ya amata akụkụ ọnụ na ibe ya na-ejekọta ọnụ ma na-emekọrịta ọnụ tupu mkpọpụta mkpụrụ okwu maọbụ mkpụrụedemede apụta ìhè. Ihe osise ahụ a ga-ewepụta ga-abụ ihe osise isi mmadụ nke a ga-egosipụta n'ime ya ebe dịgasị iche iche n'ahụ mmadụ mkpọpụta ụda mkpụrụedemede ndị a niile a na-ekwu maka ha si apụtagasị.


## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ANỌ
## MKPỌPỤTA OKWU

## IHE OSISE




Ihe osise a na-egosipụta akụkụ ahụ mmadụ ndị na-enyere aka n'ịkpọpụta mkpụrụokwu n'ọnụ. A ga-edepụtazị

mkpụrụedemede mgbochiume ndị ahụ were kọwapụtazịa otu e si akpọpụta ha n’ọnụ.




I.

**MKPỌPỤTA KEEGBUGBERE ỌNỤ ABỤO**

E nwere mkpụrụedemede mgbochiume ndị ọ bụ site na mmetụta ọnụ nke egbugbere ọnụ abụọ ka mkpọpụta ụda ha si apụta. Dị ka e siri sepụta n’elu, n’ihe osise isi mmadụ, e nwere

mkpụrụedemede mgbochiume ndị mkpọpụta ụda ha na-apụta ìhè sita na mmekọrịta na njekọrịta ọnụ egbugbere ọnụ elu na egbugbere ọnụ ala. Mkpụrụedemede mgbochiume ndị ahụ bụ ndị a:

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| **m** | **b** | **kp** | **gb** | **p** |




## II. MKPỌPỤTA KEEKO (AKPỊRỊ)

Mkpọpụta keeko bụ mkpọpụta nke a na-enweta sita n'eko akpịrị. Ọ bụrụ na a na-akpọpụta mkpụrụedemede mgbochiume nke mkpọpụta ya si n'eko akpịrị, ikuku na-esi n'akpịrị pụta n'ọnụ were pụọ iji were nweta mkpọpụta ụda mkpụrụedemede ahụ. Mkpụrụedemede mgbochiume nwere mkpọpụta keeko bụ:

**h**


# III. MKPỌPỤTA KEEGBUGBERE NA EZE



Nke a bụ mkpọpụta ụda a na-enweta ma ọ bụrụ na egbugbere ọnụ ala na eze elu ana-emetụta. Eze elu na-arụdo n’egbugbere ọnụ nke ala, obere ikuku ga-esikwa n’etiti ha na-agafe nke ga-emezi ka ụda mkpụrụedemede mgbochiume ahụ pụta. Mkpụrụedemede mgbochiume ndị ahụ bụ ndị a:

| | |
|---|---|
| **f** | **v** |


## IV. MKPỌPỤTA KEAKPO IHU



Mkpọpụta keakpo bụ mkpụrụedemede nke a na-esi n'akpo ihu enweta. Tupu e nweta ụdịrị mkpụrụedemede a, ọnụ na-eghere oghe, ire na akpo ihu emee ka ha ga-emetụta. Mkpụrụedemede e si otu a enweta bụ:

**ny**

**V.**




**MKP**

**ỌPỤTA KEMKPỌNAAKPO IME**

A na-enweta ụdịrị mkpọpụta a ma ọ bụrụ na azụ ire na-emetụta akpo ime (ọdụ akpo). Ọ bụ mkpụrụedemede ndị a ka a na-enweta mkpọpụta ụda ha site n'ọnọdụ dị otu ahụ:

| | | | |
|---|---|---|---|
| **k** | **b** | **ń** | **gh** |


# VI. MKPỌPỤTA KEANYỤRỤ NA AKPO



E nwere mkpụrụedemede mgbochiume ndị a na-enweta ụda ha na mkpọpụta ha ma ọ bụrụ na ọnụ ire na anyụrụ (ìgbì) na akpo ana-emetụta ọnụ. Mkpụrụedemede mgbochiume ndị ahụ bụ ndị a:

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| **l** | **d** | **s** | **r** | **n** | **z** | **t** |


## VII. MKPỌPỤTA KEAKPO IHU NA ANYỤRỤ



A na-enweta ụda na mkpọpụta mkpụrụedemede ndị a ma ọ bụrụ na etiti ire ana-emetụta akpo ihu na anyụrụ. Mkpụrụedemede mgbochiume ndị sonyere n’usoro ndị a bụ:

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| **ch** | **y** | **j** | **sh** | **ny** |

## VIII. MKPỌPỤTA KEEGBUGBERE NA AKPO



Ọ bụ site na mmetụta ọnụ nke egbugbere ọnụ na akpo ka e si enweta ụda na mkpọpụta mkpụrụedemede mgbochiume ụfọdụ. Oge a na-akpọpụta mkpụrụedemede mgbochiume ndị a egbugbere ọnụ abụọ na-eme ka ha mechiri emechi, ebe ikuku na-esi n'akpo apụta, na-esizi n'egbugbere ọnụ pụọ site na mmeghe n'ike nke egbugbere ọnụ abụọ. Mkpụrụedemede mgbochiume a na-enweta n'otu a bụ:

| ỤDỊRỊ ỤDA E | kw | gw | w | nw | MGBOCHIUME NWERE |
|---|---|---|---|---|---|

Ụda Mgbochiume ndị a niile a na-ede maka ha nwere ụdịrị ụda e jiri mara ha n'ụdaasụsụ na mkpọpụta okwu. Ọ bụ site n'ọnọdụ ụda nke ọbụla n'ime ha na-agosipụta ka e si amata ụdịrị ụda ya. Ụdịrị ụda ndị ahụ bụ ndị a:

**I. ỤDACHỊỊ**

Ụda Mgbochiume ndị e jiri mara **ụdachịị** bụ ụda ndị a:

***/ts/*** ***/$t_3$/***

**II. ỤDAIMI**

Ụda **ụdaimi** bụ ụda Mgbochiume ndị a:

**/m /   / n /   / ŋʷ/   / ɲ/   / ŋ/**

Ụda ha na-esikanarị n’imi apụta ma a na-akpọpụta ha.

**III. ỤDALỊỊ**

**Ụdalịị** bụ ụdịrị ụda nke ọ bụ naanị otu ụda ndapụta mgbochiume mebere ya. Ya bụ ụda Mgbochiume bụ nke a:

***/l/***

**IV. ỤDAYỊỊ**

E nwere ụda mgbochiume ndị ọ bụ ha mebere **ụdayịị**. Ụda mgbochiume ndị ahụ bụ ndị a:

***/w/ /j/***

**V. ỤDASHỊỊ**

Nke a bụ ụdịrị ụda mgbochiume ụfọdụ mebere site n’ụdịrị ha na mkpọpụta ha. Ọ bụ site n’ụda ha na mkpọpụta ha ka e si enweta **ụdashịị**. Ụda mgbochiume e ji ụdashịị were mara bụ:

***/f/   /v/   /ʃ/   /ɣ/   /s/   /z/   /h/***

**VI. ỤDARỊỊ**

**Ụdarịị** bụkwuazị ụdịrị ụda a na-enweta site na mkpọpụta ụda Mgbochiume. Ụda Mgbochiume bụ ụdalịị bụ:

***/r/***

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAATỌ

1. Dee ma kọwaa ihe ọgan okwu pụtara n'asụsụ Igbo.
2. Sepụta isi mmadụ ma tinyechaa mpaghara/akụkụ ahụ niile na-enyere aka na mkpọpụta ụda mkpụrụ okwu n'asụsụ Igbo
3. Depụta ma kọwaa mkpụrụedemede ndị e ji **azụ ọnụ** na **ihu ọnụ** akpọpụta n'ihe ọmụmụ ụdaasụsụ Igbo
4. Wepụta ihe osise (chaatị) maka mkpọpụta mgbochiumee.

***Were ihe ọmụmaatụ were kọwaa ụdịrị mkpọpụta ụda ndị a:***

5. Mkpọpụta keegbugbere na eze
6. Mkpọpụta keanyụrụ na akpo
7. Mkpọpụta kempọnaamkpoime
8. Wepụta ihe osise (chaatị) maka mkpọpụta ụdaume.
9. Dee ma kọwaa nke ọma ihe bụ ụdaimi. Were ihe ọmụmaatụ chọọ azịza gị mma.

10. Depụta ma kọwapụta ihe dị iche n'etiti **ụdashịị** na **ụdachịị**

11. Were ihe ọmụmaatụ kọwaa **ụdayịị.**

12. Mkpọpụta ụdaume na mkpọpụta mgbochiume, ha bụ otu? Kọwaa onwe gị nke ọma.

## AKWỤKWỌ ỤFỌDỤ E LEBARA ANYA MAKA EDEMEDE MKPỤRỤEDEMEDE NA ỤDAASỤSỤ IGBO


Emenano, E.N. (1987). *Elements of Modern Igbo Grammar*. Ibadan: University Press Limited.

Emenanjo, E.N. (1991). *Nchikọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Igbo Izugbe*. Lagos: Longman Nigeria Plc.

Emenanjo, E.N. (2010). *Fọnọlọji Na Mofọlọji N'Igbo.* Onitsha: Varsity Publishing Company Limited.

Ezikeojiaku, P.A. (1989). *Fọnọlọji Na Ụtọasụsụ Igbo*. Lagos: Macmillan Nigeria Publishers Ltd.

Nigel, F. (1997). *Linguistics and Literature: Language in the Verbal Arts of the World*. Oxford: Blackwell Publishers Ltd.

Nwadike, I.U. (2002). Igbo *Language In Education – An Historical Study*. Obosi: Pacific Publishers Ltd.

Nwaozuzu, G.I. (2008). *Dialects of Igbo Language.* Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Ohiri – Aniche, B. (2013). *Igbo Speech Varieties*. Abuja: Centre for Igbo Arts and Culture.

Osuagwu, B,I.N et al (1997). *Fundamentals of Linguistics*. Owerri: Colon Concepts Ltd.

Uzoezie, R.U. (1992) *Phonetics and Phonology of English for Undergraduate and Teachers*. Onitsha: Hybrid Publishers Limited.

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAANỌ
## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
## NKWE NA NJỤ

Nkwe na njụ bụ otu n'ime katigori ụtọasụsụ Igbo. Ọ bụ ụdịrị katigori ụtọasụsụ a na-eji amata mgbe ihe dabara na mgbe ọ na-adabaghị. **Nkwe** na-egosipụta na ihe dabara n'usoro ya. Mana **Njụ** bụ nke e ji aghọta na ọ bụghị ihe ekwe na-akụ ka ụkwụ na-agba. Njụ na-egosipụtakwa ma na-akọwa na usoro a chọrọ ịgbaso enweghị isi maọbụ na o nweghịzi isi. **Nkwe** na-eme ka obi ruo mmadụ ala mana **Njụ** na-ajụ mmadụ obi oyi. Maka na ọ bụghị otu e siri hụ ihe na **Nkwe** ka a ga-esikwa hụ ya na **njụ.** N'ihi na **nkwe** na-ekwu na ọ bụ, **njụ** ana-akọwa na ọ bụghị. Ọ

bụ mkpụrụ okwu **GHỊ** na **LA** ka e ji esi n'okwu dị na **nkwe** were weta ya n'okwu **njụ**. **GHỊ** maọbụ **LA** na-eme ka okwu tụgharịa sị na ihe ọ hụrụ na ọ hụghịzi ya. **GHỊ** na **LA** na-anọ dị ka mgbakwụnye nsonaazụ ma ha na-arụ ọrụ n'okwu njụ.

A ga-edepụtazi ahịrịokwu ụfọdụ dị ka ihe ọmụmaatụ iji were gosipụta ma kọwapụtakwa ihe ọmụmụ a bụ **nkwe** na **njụ**. Ihe ọmụmaatụ ndị ahụ bụ ndị a:

| | **NKWE** | | **NJỤ** |
|---|---|---|---|
| 1 | Ọ chọrọ iti m ihe | 1 | Ọ chọghị iti m ihe |
| 2 | Kụọ nwata ahụ osisi n'azụ | 2 | A kụkwala nwata ahụ osisi n'azụ |
| 3 | Amadi nwere ụgbọala abụọ | 3 | Amadi enweghị ụgbọala abụọ |
| 4 | Bee akwa ntị ga-anụ | 4 | E bela akwa ntị ga-anụ |
| 5 | Chere m n'ụlọ ụka, ana m abịa | 5 | Echekwala m n'ụlọ ụka, anaghị m abịa |
| 6 | Uchenna ji ego bịa ebe a. | 6 | Uchenna ejighị ego bịa ebe a. |
| 7 | Nkịta ahụ atagbuchaala mmadụ. | 7 | Nkịta ahụ atagbuchaghị mmadụ. |
| 8 | Amaka kwere ka nwoke ahụ lụọ ya. | 8 | Amaka ekweghị ka nwoke ahụ lụo ya. |
| 9 | Ụsụ ahụ amala n'ọnya. | 9 | Ụsụ ahụ amaghị n'ọnya. |
| 10 | Ṅụọ mmanya ahụ m dọwara. | 10 | Aṅụkwala mmanya ahụ m dọwara. |

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ
## NKEJIOKWU

Ihe ọmụmụ ọzọ a ga-eleba anya n'akwụkwọ a bụ ihe ọmụmụ banyere nkejiokwu. Nkejiokwu bụ ụmụ mkpụrụ okwu a na-enweta n'okwu nke ọ ga-abụ ọ nọdụrụ onwe ya maọbụ nọdụ na mkpụrụokwu o nwee ụda. Ọ bụ nkebi okwu a na-enweta n'okwu site n'ụda okwu ahụ. Mkpụrụ okwu ọbụla ga-akwụrụ dị ka nkejiokwu ga-enweriri ụda, ma ọ nọrọ nke ya, maọbụ dabere n'okwu. Ọ bụrụ na nkejiokwu dịkọọ ọnụ n'okwu, a na-ekewapụta ha, a na-eme nke a site n'ụda ha nwere.

Nkejiokwu nwere ike ịbụ otu mkpụrụedemede maọbụ mkpụrụedemede abụọ. Mgbe otu mkpụrụedemede ji abụ

nkejiokwu bụ ma ọ bụrụ na mkpụrụedemede ahụ enwee ụda. Mkpụrụedemede ndị nwere ike ịrụ ọrụ dị ka nkejiokwu ma ha kwụrụ onwe ha bụ ***mkpụrụedemede ụdaume*** na ***mkpụrụedemede myiriụdaume.***

| | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| **a** | **e** | **i** | **ị** | **o** | **ọ** | **u** | **ụ** |

Nke ọbụla n'ime ha nwere ike ịkwụpụta na mkpụrụokwu ọ dị na ya ma rụọ ọrụ dị ka nkejiokwu n'ihi ụda o nwere. Mkpụrụedemede myịrịụdaume a na-ekwu maka ha bụ ndị a:

**m , n**

Mkpụrụedemede abụọ a bụ **M** na **N** na-arụ ọrụ n'okwu dị ka nkejiokwu ma ọ bụrụ na ha enwee ụda na mkpụrụokwu ha nọ na ya. N'ihi nke a, tupu **M** maọbụ **N** arụọ ọrụ dị ka nkejiokwu, ọ ga-enweriri ụda na mkpụrụokwu e ji ha were mebe. Ọ bụrụ na ha enweghị ụda, ha agaghịkwa arụ ọrụ dị ka nkejiokwu. N'ọnọdụ dị otu a, tupu ha arụọ ọrụ dị ka nkejiokwu, a ga-agbakwụnyere ha mkpụrụedemede ụdaume. Ọ bụ mkpụrụedemede ụdaume ahụ ga-enye ya ụda ga-emezi ka ọ rụọ ọrụ dị ka nkejiokwu.

Mkpụrụedemede mgbochiume anaghị arụ ọrụ dị ka nkejiokwu ma ọ bụrụ na ọ kwụrụ onwe ya. Tupu mkpụrụedemede mgbochiume abụrụ nkejiokwu, ọ ga-enweriri mgbakwụnye mkpụrụedemede ụdaume nke ga-eme ka mkpụrụedemede mgbochiume ahụ nwee ụda ma ọ bụrụ na e si na mkpụrụokwu ọ dị na ya kewapụta ya. Ọ bụ mkpụrụedemede ụdaume ahụ a

ga-agbakwụnyere mkpụrụedemede mgbochiume ahụ ga-enyezi mgbochiume ahụ ụda ga-emezi ya ka o tozuo etozu n'ịbụ nkejiokwu. N'ihi nke a, a ga-asịzi na mkpụrụedemede mgbochiume ọbụla na-ekonye mkpụrụedmede ụdaume aka n'olu iji were nweta ọnọdụ ya na nkejiokwu.

A ga-edepụtazị ihe ọmụmaatụ iji were kọwaa nke ọma ihe a na-ekwu maka ya banyere nkejiokwu.

| | MKPỤRỤOKWU | NKEJIOKWU |
|---|---|---|
| I | Mụnachim | mụ - na - chi - m<br>1 2 3 4 |
| ii | opi | o - pi<br>1 2 |
| iii | chụfuchaa | chụ - fu - cha a<br>1 2 3 4 |
| iv | anwụ | a - nwụ<br>1 2 |
| V | ụgụrụ | ụ - gụ - rụ<br>1 2 3 |
| vi | chefuo | che - fu - o<br>1 2 3 |
| vii | ntu | n - tu<br>1 2 |
| viii | egwuregwu | e - gwu - re - gwu<br>1 2 3 4 |
| ix | achọpụtaghịkwa | a - chọ - pụ - ta - ghị - kwa<br>1 2 3 4 5 6 |

| | | |
|---|---|---|
| X | mkpụgharị | m - kpụ - gha - rị<br>1 2 3 4 |
| xi | ụmụntakịrị | ụ - mụ - n - ta - kị - rị<br>1 2 3 4 5 6 |
| xii | ọsịịsọ | ọ - sị - ị - sọ<br>1 2 3 4 |
| xiii | njedebe | n je de be<br>1 2 3 4 |
| xiv | akwụnakwụna | a - kwụ - na - kwụ - na<br>1 2 3 4 5 |
| xv | ogwe | o - gwe<br>1 2 |
| xvi | umejiakụ | u - me - ji - a - kụ<br>1 2 3 4 5 |
| xvii | idide | i - di - de<br>1 2 3 |
| xviii | ejidechaala | e - ji - de - cha - a - la<br>1 2 3 4 5 6 |
| xix | mmegide | m - me - gi - de<br>1 2 3 4 |
| xx | njakịrị | n - ja - kị - rị<br>1 2 3 4 |
| xxi | ịtụpụtakwa | ị - tụ - pụ - ta - kwa<br>1 2 3 4 5 |
| xxii | ndetọ | n - de - tọ<br>1 2 3 |
| xxiii | amamihe | a - ma - m - ihe<br>1 2 3 4 |
| xxiv | mbọ | m - bọ<br>1 2 |

| | | |
|---|---|---|
| xxv | usoro | u - so - ro<br>1 2 3 |
| xxvi | igodo | i - go - do<br>1 2 3 |

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAANỌ

1. Gịnị bụ nkejiokwu?

2. Kedụ otu e si enweta nkejiokwu n'asụsụ Igbo. Dee ma kọwaa onwe gị nke ọma.

3. Kọwapụta nke ọma ihe bụ nkwe na njụ n'asụsụ Igbo.

4. Were ahịrịokwu ọmụmaatụ ise gosipụta usoro a na-agbaso na njụ na nkwe n'asụsụ Igbo. E dekwala nke dị n'akwụkwọ a. Depụta nke gi.

***Kọwapụta nkejiokwu ole dị n'okwu ndị a:***

5. Aga m abịa be unu.
6. Ụsụrụgada bụ egwu ndị mmụọ.

7.    Nwoke ahụ bụ onye mmegbu.

**Depụta NJỤ ahịrịokwu ndị a:**

8.    Merụọ ya ahụ ma ị hụ ya.
9.    Ọ batala
10.    Ngozi banyere ebe ahụ.
11.    Sogide ya.

**Depụta NKWE** ahịrịokwu ndị a:

12.    E jela.
13.    E mesukwala ya.
14.    O menyụghị ọkụ ahụ.
15.    Ehi ahụ ańụchabeghị mmiri

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAISE
## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
## ATỤMATỤ OKWU

Asụsụ Igbo bụ asụsụ okwu nka jupụtara n'ime ya. N'ihi nke a, atụmatụ okwu bụ okwu nka dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo. Okwu nka ndị a bụ okwu ndị Igbo ji akọwa onwe ha ma ha na-asụ asụsụ ha. Ha na-ejikwa okwu nkà ndị a achọ asụsụ ha maọbụ okwu ha mma. E jikwuazị atụmatụ okwu ndị a amata onye maara asụsụ Igbo nke ọma. A na-ejikwuazi atụmatụ okwu ndị a dịgasị iche iche amata onye maara ihe nke ọma. Mgbe ọbụla a na-ekwu maka atụmatụ okwu, ihe a na-ekwu maka ya bụ okwu nkà dị iche iche n'asụsụ Igbo.

A bịa n'edemede agụmagụ, a na-enwe ọtụtụ okwu nkà dị iche iche e ji achọ ya mma. Okwu nka ndị ahụ e jikwanụ achọ

edemede mma nwekwara ihe nke ọbụla n’ime ha na-arụ. Okwu nka ndị ahụ ka a maara dị ka atụmatụ okwu. E nwekwuazịrị ike ịkọwa atụmatụ okwu dị ka okwu nka dị iche iche a na-enweta n’edemede.

N’ihi nke a, onye ọbụla chọrọ ka okwu ụfọdụ n’edemede ghara ịdị na-agbagwọju ya anya ga-agba mbọ mụta atụmatụ okwu dị iche iche a na-enweta n’edemede ma marakwa nkọwa ha n’otu n’otu. O nweghị edemede ọbụla e dere n’asụsụ Igbo ka atụmatụ okwu hapụ ịdị na ya. Ọ bụ ya ka o jiri dị mkpa ka e leba ya anya n’akwụkwọ a maka onye ọbụla mụtachara nke ọma atụmatụ okwu dị iche iche e nwere n’asụsụ Igbo enweghịzi nhịahụ ọbụla ọ ga na-enweta n’ịghọta edemede ọbụla ọ gụrụ. N’ezie, nghọta edemede ga-adịzi onye ahụ na mbọaka. Ọ na-akọwa ihe ọbụla ọ gụrụla, ọ dị onye na-ege ya ntị, onye a na-akọrọ, ka ọ bụ ya dere ya. Ịmụta atụmatụ okwu nke ọma bụkwuazị ezigbo ihe dị mkpa n’ebe nwataakwụkwọ na-amụ asụsụ Igbo n’ụlọakwụkwọ, maọbụ onye ọbụla na-akwado ilele asụsụ Igbo n’ule, nọ. Mmụta atụmatụ okwu ga-eme ka ederede agụọazaa ọbụla e nyere onye ahụ n’ule ghọọrọ ya ụtụ. Nghọta ya bụ edemede ga-adịrị ya mfe nke ukwu n’ihi na o ji ọgwụ ya.

Onye ọbụla maara atụmatụ okwu nke ọma anaghịkwa abụ ofeke n’ọgbọ okwu. Onye ahụ ga na-aghọta okwu ọbụla e kwuru, otu e siri kwuo ya na ihe e chere were kwuo ya. Onye maara atụmatụ okwu nke ọma ga na-amata ozigbo ụdịrị ihe okwu e kwuru bụ. Ọ bụ naanị ofeke na-amaghị okwu na-ewe okwu niile ọ nụrụ e kwuru dị ka otu ụdịrị okwu. Ọ naghị amata na okwu niile dị iche iche, na nke ọbụla nwere ihe ọ na-arụ. Ọ

bụ ya kpatara ndị Igbo ji atụ ilu na-asị na ofeke anaghị ama mgbe e kere nkụ ụkwa. Ilu Igbo a, na-akọwa na ọgbọ na-eri onye amaghị ihe n'ọgbọ okwu. Ajụjụ wee bụrụ: Kedụkwanụ otu e si ama onye amaghị ihe n'ogbo okwu? Ọ bụ onye ọbụla anaghị aghọta atụmatụ okwu nka e ji eri asụsụ Igbo ka a maara dị ka ofeke, onye amaghị ihe. N'ihi na ọ gaghị ama nke bụ ilu, akpaalaokwu, amaatụ, ụkabụilu dgz. n'okwu a na-ekwu. Nke a ga-emee ka onye ahụ bụrụ ewu a kpụ akpụ n'okwu ọ nọ na ya. Ọ ga-emekwuazị ka onye e ji atụmatụ okwu ndị a nye edemede aghọtaaza daa ma chịlie ọkpa ya abụọ elu. E nwere ọtụtụ atụmatụ okwu dị iche iche n'asụsụ Igbo. Akwụkwọ a ga-amalitezịa lebawa ha anya n'otu n'otu.

## A. MYÌYÌ (SIMILE)

Myiri bụ otu n'ime atụmatụ okwu e nwere n'asụsụ Igbo. Myiri bụ ihe e ji atụnyere okwu n'asụsụ. Myiri na-egosipụta na ihe yiri ibe ya, na ihe dị ka ibe ya mana ọ bụghị na ihe abụọ ahụ e ji atụnyere ibe ha bụ otu kpọmkwem. Okwu e ji enweta myiri n'asụsụ Igbo bụ **DỊKA** maọbụ **KA**. Mgbe ọbụla mmadụ na-ewku okwu were sị na ihe dị ka ----' maọbụ na mmadụ na-eme ihe 'ka ----', okwu ahụ onye ahụ kwuru abụrụla okwu myiri. N'ihi nke a, e nwekwuazịrị ike ịkọwa na myiri bụ ịma atụ otu ihe na ibe ya siri yite, ma chetakwa na ọ bụghị otu ihe na ibe ya siri bụrụ otu. Ụfọdụ n'ime myiri e nwere n'asụsụ Igbo bụ ndị a:

i) Chioma dị ka mamịwọta.
ii) Emeka na-agba ọsọ ka agwọ.
iii) Chijioke dị ime ka ndị Fulani.
iv) Nwata ahụ mere ọkpụrụkpụ anya ka enwe.

v) Aka ya abụọ na ọkpa ya abụọ dịcha ka mkpara ekwe.
vi) Ọ dị isi ka ogbe akị oyibo.
vii) Uchenna na-asapụta ire ka agwọ.
viii) Nwaada ahụ jọrọ njọ ka udele.
ix) Nwoke ahụ na-ebe akwa ka ehi.
x) Ọnwụzuruike na-arị elu ka enwe.
xi) Dimkpanaabọ na-áńụ mmiri ka anyịnya.
xii) Nwaanyị ahụ dị ka ụsụ.

Ị gụọ ahrịokwu ndị ahụ e depụtara n'elu na-egosi myiri, ị ga-achọpụta na ọ bụ ihe ndị ahụ gbasara mkpọaha maọbụ nnọchiaha ndị bu ụzọ n'ahịrịokwu ndị ahụ ha nọcha na ha ka e ji were na-atụnyere mkpọaha ndị ahụ kpecha azụ.

**B. MBỤRỤ (METAPHOR)**

Mbụrụ bụkwuazị atụmatụ okwu ọzọ e nwere n'asụsụ Igbo. Ọtụtụ ndị mmadụ, ma ụmụakwụkwọ, ma ndị ọzọ nwere mmasị n'ebe ọmụmụ Igbo dị, na-enwe mgbasa anya n'ihe dị iche n'etiti myiri na mbụrụ. Nkọwa ndịiche dị n'etiti ha abụọ abụghị ihe siri ike. Ọ bụ ihe ọ ga-abụ onye leruo anya ala nke ọma ọ ghọta ya. Mbụrụ bụ atụmatụ okwu na-akọwa na ihe a na-ekwu maka ya bụ ihe kpọmkwem. Mbụrụ anọghị na ntụnyere, dị ka otu myiri siri dị. N'ihi nke a, ebe myiri na-akọwa dị ka na ihe dị ka ihe a, mbụrụ anaghị akọwa na **ihe ahụ**, kama na ihe ahụ **bụ**. Mkpurụokwu e jikwanụ ama mbụrụ n'ahịrịokwu bụ **'BỤ'**. Mana nke e ji amata myiri dị ka e siri kọwaa na mbụ bụ **DỊ KA** maọbụ **KA.** Ọ bụ **BỤ** ka mbụrụ ji akọwa ihe ọbụla ọ na-ekwu maka ya. Ịmaatụ mbụrụ bụ ndị a na-esota:

| | MBỤRỤ | NKỌWA MBỤRỤ |
|---|---|---|
| 1 | Ebere bụ azụ na | Ebere maara egwu mmiri nke |

| | | |
|---|---|---|
| | mmiri | ọma |
| 2 | Nwafọ bụ ezi. | Nwafọ na-eru ezigbo inyi. Ọ naghị adị ọcha. |
| 3 | Nwaanyị ahụ bụ ụsụ | Nwaanyị ahụ jorọ njọ nke ukwuu. Nwaanyị ahụ amaghị mma. |
| 4 | Amụuche bụ akpị. | Amụuche abụghị ezigbo mmadụ. Ọ na-emesi mmadụ ike. |
| 5 | Nwanneka bụ mamịwọta. | Nwanneka mara mma nnukwu. |
| 6 | Nweke bụ egbe na-ebu ọkụkọ. | Nweke bụ onye ohi. Ọ na-ewere ihe mmadụ, ihe na-abụghị nke ya |
| 7 | Ada bụ udele n'iri anụ. | Ada na-asa ụsa anụ nnukwu. |
| 8 | Ekene bụ mbe. | Ekene na-aghọ aghụghọ nnukwu. |
| 9 | Uche bụ jakị | Uche na-ebu ibu nnukwu. |
| 10 | Nwata ahụ bụ nkapị | Nwata ahụ na-esi nnukwu isi. |
| 11 | Nwoke ahụ bụ nkịta. | Nwoke ahụ na-esogharị nwaanyị nnukwu. Ike anaghị agwụ ya n'ebe ụmụnwaanyị nọ. Ihe dị na nwaanyị na-ejere ya ozi. |
| 12 | Nwakaego bụ enwe manyere n'ọhịa. | Nwakaego anaghị esu ike n'ala na be ha. Ọ na-etinye isi ebe ọbụla masịrị ya. |
| 13 | Adakụ bụ edi. | Adakụ na-arahụ oke ụra. |
| 14 | Amaka bụ atụrụ. | Amaka na-ezuzu ezuzu. |

Ọ bụ otu a ka **mbụrụ** ụfọdụ e nwere n'asụsụ Igbo na nkọwa ha si were dị. Werezịa aka gị chọta ndị ọzọ ma nyekwa nkọwa ha.

## CH. MMEMMADỤ (PERSONIFICATION)

**Mmemmadụ** bụ atụmatụ okwu na-ewere ihe adịghị ndụ (ihe enweghị ndụ) dị ka mmadụ (dị ka ihe nwere ndụ). Ọ na-abụ e were ihe ndị ahụ adịghị ndụ were na-ekwu okwu, ọ dị ka ọ bụ mmadụ ka e ji ekwu. Na mmemmadụ, a na-agwakwuazị ihe anaghị eku ume, ihe a naghị ahụ anya, okwu, ọ dị ka ọ bụ mmadụ ka a na-agwa. Ọ bụ ya kpatara e jiri were gụọ ụdịrị atụmatụ okwu a **mmemmadụ** n'ihi na ọ bụ ihe abụghị mmadụ ka a na-eme dị ka mmadụ n'okwu (ma a na-ekwu okwu mgbe ụfọdụ n'asụsụ Igbo). Lee ụfọdụ **mmemmadụ** n'asụsụ Igbo:

| | |
|---|---|
| i | Ọnwụ emesiela ezinaụlọ ahụ ike. |
| ii | Ụganị anyụọla onye ọbụla anya n'afọ a. |
| iii | Anwụ achagbuola anyị. |
| iv | Ihe ụgụrụ mere ndị mmadụ n'afọ gara aga abụghị ihe e ji ọnụ ekwu. |
| v | Agụụ anaghị emere ụmụntakịrị ebere ma o jide ha. |
| vi | Mmiri sụrụ anyị akwụ ka anyị na-alọta ụnyahụ |
| vii | Ọnwa na-azacha ala ugbua. |
| vii i | Egbe eluigwe na-achọ onye ọ ga-agbagbu. |
| ix | Oyi jisi anyị aka ike. |
| x | Ọrịa ekweghị mụ na ndị be m zuo ike. |
| xi | Ekpomọkụ na-achọzikwa ịnara anyị ụra rahụ. |
| xii | Ọkọchị egbuchaala ihe anyị kọrọ n'ubi. |

## D. ỌGHARAOKWU (IRONY)

**Ọgharaokwu** bụ atụmatụ okwu na-eji ihe jọrọ njọ were na-akọwa ihe dị mma, maọbụ were ihe dị mma na-akọwa ihe dị njọ. Ọ bụ okwu ọ na-abụ e kwuo, ọ bụghị ihe ahụ e kwuru ka ọ bụ, kama ọ na-akọwa ihe ọzọ. Mgbe ụfọdụ, okwu e kwuru nwere ike bụrụ okwu ọjọọ mana nkọwa ya ga-abụ okwu ọma. Dịka otu aha ya siri dị, ọ bụ okwu ọ na-abụ e kwuchaa, nghọta ya ahapụ otu ahụ e siri kwuo ya tụgharịa na-akọwa ihe ọzọ. E nwere ike kwuo ọgharaokwu na njọ, nghọta ya aghagharịa bụrụ mma. E nwekwuazịrị ike kwuo ya na mma, nghọta ya aghagharịa bụrụ njọ. E nwere ọtụtụ **ọgharaokwu** n'asụsụ Igbo nke ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a:

(i) **Nwoke ahụ ńụrụ aja laara aja na mmanya ụnyahụ.**
Ahịrịokwu a bụ ọgharaokwu. Ihe anyị jiri mara aja laara aja bụ ọnwụ. Mana ọ pụtaghị na nwoke ahụ ńụchara mmanya nwụọ kama ihe ọ pụtara bụ na nwoke ahụ ńụrụ mmanya hinne ụnyahụ. Ọ bụghị na ọ ńụchara mmanya ụnyahụ nwụọ.

(ii) **Nneka degburu mmadụ n'ule ahụ e lelere.**
Ihe ọgharaokwu nke a na-akọwa bụ na Nneka detara ihe nke ukwuu (nke ọma) n'ule ahụ e lelere. Ọ pụtaghị na Nneka ji ihe degbuo mmadụ, onye ahụ nwụọ ebe ha na-elele ule.

(iii) Ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ Obi bu otu ezigbo ite galara ọnụ nne ya zụtaara ya n'ahịa chuo mmiri, ka ọ na-alọta, ite mmiri ahụ danahụ ya, were waa. Oge ọ lọtara wee kọchaara nne ya na ite ahụ awaala, nne ya lechaa ya anya were sị ya, **"A**

**nwụla. I mere nke ọma".** Nke a bụ okwu ọma nne Obi kwuru iji were gosi na óbì adịghị ya mma n'agwa ahụ Òbí kpara.

(iv) **Ojemba anaghị ezu ike n'ọrụ.**

Ọgharaokwu a na-akọwa na Ojemba bụ onye na-agbasi mbọ ike n'ọrụ ya. Ọ bụghị na ezumike anaghị adị Ojemba mma n'ọrụ kama ihe ọ pụtara bụ na Ojemba bụ onye na-arụsị ọrụ ike.

(v) **Echezona amagbuola onwe ya n'akwụkwọ**

Nke a na-egosi na Echezona bụ nwatakịrị ụbụrụ ya na-aghọ nkọ n'akwụkwọ. Na ọ bụ nwata maara akwụkwọ nke ukwu.

(vi) **Nchezọ na-agbagbu onwe ya n'ọsọ.**

Ọgharaokwu nke a na-akọwakwa na Nchezọ bụ nwatakịrị na-awụ ọsọ awụ. Ọ pụtaghị na Nchezọ ji ọsọ egbu onwe ya ọnwụ. Kama ọ pụtara na a naghị ahụ azụ Nchezọ anya ma ọ gbawa ọsọ. Na ọ maara agba ọsọ nke ọma.

***Chetazịa ọgharaokwu ndị ọzọ e nwere n'asụsụ Igbo n'ihi na ha bara ụba. Nke ọbụla i kwuru, ị kọwaa ihe ọ pụtara.***

## E. NKWUSARA (APOSTROPHE)

**Nkwusara** bụ okwu a na-ekwuru onye a nọghị ya, ihe a naghị ahụ anya, maọbụ onye nwụrụ anwụ maọbụ onye furu efu ka a ga-asị na onye ahụ nọ ebe ahụ mgbe ahụ a na-ekwu ya. Atụmatụ okwu a bụ nkwusara, kacha apụta ìhè **n'ábụ (poem),**

**n’ọha, n’ákwá àrịrị**. Ọ bụrụ na a na-ekwu ya, ọ na-adị ka onye ahụ a na-agwa ya ọ nọ ebe ahụ na-anụ ihe a na-agwa ya. Mana onye a na-agwa okwu ahụ anọghị nso. Ọ noghị ebe ahụ. Lee ụfọdụ nkwusara:

(i) Nna anyị, ọnwụ gburu gị egbuola anyị,
Otu i si were nwụọ dara ewu na ọkụkọ
Nọ be gị mberede.
Ọnwụ napurụ gị ndụ anapụla anyị
Ańụrị, ịdị n’otu, Agamnihu na ezumike,
Ọ bụrụ mmadụ gburu gị,
Chukwu ga-akwụ onye ahụ ụgwọ,
Ọ bụrụkwanụ ọnwụ chi gị,
Anyị na-asị gị gaa nke ọma,
Chere anyị n’ihi na anyị na-abịa.

(ii) Ude, Chukwu ga-anọnyere gị n’ụzọ ije a ị pụrụ.
Ụkwụ agaghị akpọ gị i jechaa ya lọtakwa
Ị ga-ejeta ya ihe.
Ị gba aka were pụọ, mana ị lọtawa ị ga-eji ihe.
Anyị na ekpere na-eme mgbe ọbụla maka gị.
Chukwu Nna agaghị ahapụ gị.

Nkwusara abụọ ahụ e depụtara n’elu, nke izizi na-ekwu maka onye nwụrụla anwụ. Mana e kwuru ya ka a ga-asị na onye ahụ nọ ebe ahụ mgbe a na-ekwu ya. Nke abụọ bụ maka onye pụrụ ụzọ ije. Ọ nọghị n’ụlọ. Ọ nọghị ebe a na-ekwu ya na kwa mgbe a na-ekwu maka ya. Ihe niile ahụ e kwuru bụ n’azụ ya.

## F. NSINỤỤDA/ỤDAỤDA (ONOMATOPEIA)

Nke a bụ nghọta e si n'ụda ihe dara were na-enweta. Ọ bụ atụmatụ okwu e sitere n'otu ihe siri mee, otu o siri daa ụda, mkpọtụ maọbụ ụzụ merenụ, otiti mkpu e tiri, mkpu daranụ, ụdịrị akwa mmadụ bere na otu o siri bee ya, anya mmadụ lere na otu o siri lee ya. Ihe ọbụla mmadụ mere maọbụ ihe ọbụla merenụ na ụda si na ya puta, bụ ihe a maara dịka nsinụụda/ụdaụda. Ọbụrụ na mmadụ akụọ isi n'aja, ọ bụ ụda si n'isi ahụ ọ kụrụ n'aja pụta bụ ***nsinụụda/ụdaụda***. Ọ bụghị isi ahụ ọ kụrụ n'aja. **Nsinụụda/ụdaụda** ga-esi n'isi ahụ ọ kụrụ n'aja pụta, ga-abụ ihe dị ka ***kakpọọ*** *maọbụ* ***kakpọị.***. Ọ bụrụkwanụ na mmadụ dara ada were gbajie aka, ọ bụ ***kwaa*** aka ya ahụ dara mgbe ọ gbajiri ya bụ nsinụụda/ụdaụda. Okwu ụfọdụ ndị a na-esota bụcha atụmatụ okwu nsinụụda/ụdaụda.

(i) Nwada ahụ na-eme anya ***vịam vịam vịam***.

(ii) Ọkpa na-aga ***wara wara***, anya na-aga ***sam sam*** na-ahụ ya.

(iii) Mkpọnaala ahụ a gbara n'ụtụtụ dazuru ***gbim gbim*** ugboro abụọ.

(iv) Akpụkpọụkwụ ya na-ada ***kọị kọị*** n'ala ma ọ na-aga ije.

(v) Mgbe ọbụla asha ana-akpọ ***chịkị chịkị*** n'elu osisi ahụ kwụ be ha.

(vi) Nwata ahụ na-agbọ ụja ***wọm wọm*** ka nkịta.

(vii) Osisi ahụ dara ***gbii*** ozigbo e gbuturu ya.

(viii) Akwụkwọ gị na-ada ***vaa vaa*** mgbe ọ na-akatọ ihe ahụ i dere.

(ix) Etito ahụ toro ya amalitela tụwa ***rupu rupu***.

(x) Anụ ahụ e wetaara anyị ka ọ tara ***pịatapịa*** naanị ya.

(xi) Elekere ahụ ka nọ n'elu aja na-ada ***kịm kọm***.
(xii) Egbe nwoke ahụ dara ***kpọwaị*** mgbe ahụ ọ gbara ya.
(xiii) Ebe niile na-ada ***ghara ghara*** oge ahụ ọsọ suru.
(xiv) Ọbara malitere gbawa ***zịm zịm*** ozigbo o gburu ya mma.
(xv) Ụgbọala ahụ si ebe a kwofere ***fịam***.

## G. NTAKWÙ (SOLILOQUY)

**Ntakwu** bụ okwu nkà mmadụ na-ekwuru onwe ya enweghị onye ya na ya na-ekwu. Onye na-atakwu ntakwu bụ naanị ya na-anọ ma ọ na-eme nke a. Ọ na-eme ya, ọ dị ka o nwere onye ọ na-agwa mana ọ dịghị onye ọbụla ọ na-agwa. Ọ bụ onwe ya ka ọ na-agwa. E si na ntakwu amata ihe bụ obi mmadụ. Ọ bụrụ na o nwere ihe na-enye mmadụ nsogbu n'uche, ihe na-anyị ya arọ na mmụọ, ihe obi ya anabataghị, ihe chọrọ ime, a na-esi na ntakwu onye ahụ na-atakwu amata nke a. Mgbe ụfọdụ, onye na-atakwu ntakwu anaghị ama mgbe ọ malitere mewe ihe dị otu ahụ. A na-achọpụta nke a site n'ụdị nkụja onye ahụ na-akụja ma mmadụ bịakwute ya na mberede. Ihe na-akpata nke a bụ na echiche onye ahụ niile na-adị na ntakwu ahụ ọ na-atakwu. Mgbe ụfọdụ, ụfọdụ mmadụ na-abụ ha nụ ebe mmadụ na-atakwu ntakwu, ha ezoro ezoro gaa n'akụkụ ebe ahụ, ebe onye ahụ agaghị ahụ ha, agaghị ama na ha nọ ya, ha ezoo were na-egere ihe onye natakwu ahụ na-atakwu. Ndị na-eme ụdịrị ihe a na-esikwa otu ahụ amata uche onye ahụ.

N'ebe ọzọ kwa ntakwu na-apụtakanarị ìhè bụ n'edemede ejije. Ode ejije na-esi na ntakwu akọwara ọhanaeze ihe bụ echiche onye na-atakwu ntakwu ahụ, ihe ọ chọrọ ime na otu o siri chọọ ime ya. N'ọtụtụ akwụkwọ ejije, ma nke Igbo ma nke bekee,

nke ọbụla ị gụrụla nke ọma, ị ga-achọpụta mgbe odee ha jiri webata atụmatụ okwu ntakwu (soliloquy) na ha.

**Lee ọmụmaatụ ntakwu nke a:**

> "Mụ bụ Emeka agaghị ediri Uchenna ihe o tiri m. Kama m gaghị abọta ụgwọ ya kama m kwụsị ịza Emeka. O nweghị ka ihe ahụ o tiri m talaara ya. Ọ bụrụ na mụ enwetaghị ya n'ụlọakwụkwọ, agaa m chere ya n'ụzọ. Mụ na ya mechaa ihe na nke a, ọ mara onye m bụ."

A ga-ewere okwu ndị ahụ e depụtara n'elu dị ka ntakwu. Emeka na-atakwu ntakwu banyere ihe ya na Uchenna ga-eje. E sirila na ntakwu Emeka na-atakwu mata nke ọma ihe bụ echiche ya banyere Uchenna, ihe ọ na-echere Uchenna, ihe ọ ga-eme ya na otu ọ ga-esi nweta ya. Nke a bụ ọmụmaatụ otu ntakwu na-adị. Ntakwu nwere ike ịbụ maka ihe ọjọọ, imesi mmadụ ike, ịbọrọ ụgwọ, imezu nkwa dgz. O nwekwuazịrị ike ịbụ maka ihe ọma, ime ihe dị mma, echiche ọma na imeso omume ọma dgz. N'ihi ya, ntakwu nwere ike ịdị n'ụdị ọbụla. Ọdịdị ya sitere n'ebumnuche onye na-atakwu ya gbasara ihe ọ na-atakwu maka ya.

## GB. AJỤJỤ NZARAONWE (RHETORICAL QUESTION)

**Ajụjụ Nzaraonwe** bụ atụmatụ okwu e kwuru n'ụdị ajụjụ, mana ajụjụ ahụ achọghị ọsịsa. Ọ bụ ajụjụ a na-ajụ n'okwu iji were mee ka okwu gbanyekwuo mkpọrọgwụ. N'ihi nke a, onye na-ekwu okwu nzaraonwe na-ekwu ya iji were kọwaruo okwu ya n'isi. Nzaraonwe na-abụ ajụjụ mana a naghị aza ajụjụ ọ na-ajụ

aza n’ihi na ajụjụ ndị ahụ na-aza onwe ha. Azịza ajụjụ ndị ahụ bụ ihe doro ewu na ọkụkọ anya. Atụmatụ okwu nzaraonwe na-abụkanarị okwu e ji enye ndụmọdụ, nkasiobi, ịdọ aka na ntị, itu ọnụ na ịkụziri mmadụ ihe. Ọ bụ ezigbo nkà okwu ndị Igbo ji abọnye okwu ha aja n’okwu.

**Imaatụ ajụjụa Nzaraonwe ụfọdụ bụ ndị a:**

**(i) A na-eti isi akwụ ọkpọ**

Nke a bụ otu n’ime atụmatụ okwu nzaraonwe. Onye ọbụla maara na a naghị eti isi akwụ ọkpọ. Na onye ọbụla tiri ya ọkpọ bụ ọnwụ ya ka ọ kpọrọ oku. Aka onye ahụ niile ga-abụ mmee mmee.

**(i) A na-eje ụnyahụ eje?**

Ụnyahụ abụrụla ihe gara aga. N’ihi ya, ihe gara aga agaala. Ọ bụzi nke dị n’ihu ka a ga-ekwuzi maka ya. Ije ụnyahụ eje bụ ihe nyịrị omume.

**(ii) Mmadụ ọ na-alụ nwanne ya?**

N’ala Igbo, ọ bụ arụ mmadụ ịlụ nwanne ya. N’ihi ya, ajụjụ ahụ a jụrụ zara onwe ya n’ihi na mmadụ anaghị alụ nwanne ya. Nke a doro onye ọbụla anya nke ọma.

**(iii) A na-ebelite ozu nwụrụ anwụ n’akwa?**

Ozu nwụọ, ọ nwụchaala. Ọ dịghị ihe a ga-eme ya ka o si n’ọnwụ bilie. Ihe ọ sọrọ mmadụ mee, ụdịrị akwa ọ masịrị onye ahụya bee, ozu agaghịkwa esi n’ọnwụ bilie.

**(iv) Ụtụ ọ na-agba igwe?**

Ihe ụtụ na-agba bụ osisi. Ụtụ anaghị agba igwe. N’ihi ya, ajụjụ a zara onwe ya. Afọ ole ọ masịrị igwe nọruo, ọ dịghị ihe ga-eme ka ụtụ gbaa ya.

**(v) Iyi ọ na-eri ọba?**

I were ọba tụnye na mmiri, ọ ga-eserịrị elu. Mmiri anaghị eri ya. Ọ masị gị tụnye ha n’oshimiri, anyịm, ezu, ọmambara, idoro dg, ọ ga-eserịrị elu. N’ihi ya, iyi anaghị eri ọba.

**(vi) A na-ajụ oke ma ọ ga-erikwa azụ?**

Oke ejighị anya ahụ azụ. Azụ ọbụla ọ hụrụ abụrụla ihe e jiri mee akụkọ. A naghị ajụ oke ma ọ na-erikwa azụ maka na nke ọbụla o ji anya ya hụ abụrụla nke a na-achọ achọ.

**(vii) Mmadụ ọ na-ajụ ma akpị ọ na-agba agba?**

Onye ọbụla hụrụ akpị na-eze onwe ya. Onye ahụ ga-egbu akpị ahụ maka na ọ maara na onye akpị nwetara ọ gbaa ya. Ọ bụ ọgbịgba ka e ji mara akpị. Onye ọbụla ọ gbara na-eri ahụ ụfụ nke ukwuu.

**(viii) Ogiri ọ na-esi isi?**

Ọ bụrụ na a chọwa ihe na-esi isi, ogiri ga-eso n’ihe izizi a ga-akpọ aha na o so n’ihe ndị e ji isi nnukwu isi were mara.

**(ix) Nwaanyị ọ na-eti mmọnwụ?**

Iti mmọnwụ bụ otu omenaala ndị Igbo nwere. Ọ bụ naanị ụmụnwoke na-ama maka mmọnwụ, ma na-etikwuazi ya n’ala Igbo. O doro ewu na ọkụkọ anya na o nweghị ihe ga-eme ka

nwaanyị tie mmọnwụ n'ala Igbo. N'ihi ya, ajajụ ahụ zara onwe ya.

**(x) Ikuku ọ na-ama n'ọnya?**

Ikuku bụ ọkpụrụkpụ ihe bara nnukwu uru na ndụ anyị mana ọ dịghị onye na-ahụ ya anya. Ọ dịghịkwa onye ga-ejide ya n'aka. Ihe ọnya na-amata bụ ihe a na-ahụ anya, nwere ahụ. Mana o nweghị nke ọbụla n'ime ihe ahụ a gụpụtara ikuku nwere. Ikuku enweghị ahụ. A naghị ahụ ya anya. N'ihi ya, ọ dịghị ihe ga-eme ka ikuku maa n'ọnya.

**(xi) A na-ebu ala ebu?**

Ala bụ ihe onye ọbụla nọ n' zọdoro ọkpa. O zuru ụwa niile ọnụ. Ọ bụrụ na ị gwọọ ajụ ka i buru ya, ọ bụ ebee na ebee ka i ga-etinye aka na isi were buru ya. O nweghị! N'ihi ya, a naghị ebu ala ebu.

**(xii) A na-anwụ ugboro naabọ?**

Ọnwụ bụ otu ugboro ka a na-anwụ ya. Onye nwụọ, nke ya agaa. Ọ gaghịkwa anwụ ọzọ. Ọ nwụchaala. Atụmatụ okwu a zara onwe ya n'ihi na a naghị anwụ ugboro naabọ.

## GH. BỊAMBỊAMGBOCHI (ALLITERATION)

Nke a bụ atụmatụ okwu na-akọwa otu okwu e kwuru si adakọrịta ọnụ. Ụda okwu ndị na-adị na bịambịamgbochi na-eyi onwe a mana ha abụghị otu. Onye na-akpọpụta ya, ọ na-adị ya ka mkpụrụokwu niile dị n'okwu ahụ bụ otu nke ga na-eme ha ka ha na-enwe mgbochi na mkpọpụta ha. Okwu ndị e jiri mara bịambịamgbochi n'asụsụ Igbo bụ okwu ntụhị **(okwu mgbawaọnụ maọbụ okwu ntabiire)**. Ọ bụrụ na ị na-akpọpụta

okwuntụhị, ị ga-ahụ ihe ya na ọnụ gị, ire gị na nkuume gị na-eje. Ọ bụ nke a ga-eme gị ka ị hapụ ihe a gwara gị kpọọ, kpọwa ihe ọzọ ma ị na-akpọpụta ha ọsọ ọsọ. Nke a na-ebutakwara ndị na-ege gị ntị ịchị ọchị n'ihe gị na okwu na-agbarị. Atụmatụ okwu bịambịamgbochi ụfọdụ e nwere n'asụsụ Igbo bụ ndị a:

(i) Ahụrụ m tọrọ ọcha na sisi ọcha, amaghị m maọbụ tọrọ ọcha na-achụ sisi ọcha ọsọ ka ọ bụ sisi ọcha na-achụ tọrọ ọcha, ọsọ.

(ii) Nwaanyị nọ n'ukwu mgbamgba gbagharịa ba mgbamgba mgba.

(iii) Gbuo nza, bọọ nza, nyara akpa nza nyawa nza, nza efere.

(iv) Manye aka n'akpa akakpọ chịpụta akị dị n'akpa akakpọ ka i nye akakpọ ka ọ taa.

(v) Mama Magị zụtara magị, Magị rachaa magị mama Magị zụtara.

(vi) Ti nchi kpim tipụta nchi nsị dị n'afọ nchi.

(vii) Esi m ukpo fere Aba, pụta n'Aba ụmụagbọghọ Aba na-agbara Aba abịa.

(viii) Nwaanyị na-akwa akwa ị na-akwa akwa na ọkụkọ yiri akwa n'elu akwa ị kwara akwa dị n'elu akwa.

(ix) Taa ọkpọkọrọ ọka taa ọka ọkpọkọrọ.

(x) Kwa ụka kwa kọbọ.

## GW. ÌGBÙDÙOKWŪ (PARADOX)

**Igbuduokwu** bụ atụmatụ okwu ọ na-abụ e kwuo ọ dị ka o nweghị ihe ọbụla nwere isi n'ime okwu ahụ, mana ọ bụrụ na e chebara okwu ahụ e kwuru echiche ime nke ọma, a ga-achọpụta na ọ bụ amamihe na nghọta jupụtara n'ime ya. Igbuduokwu na-abụkanarị okwu akpa uche n'ihi na ọ bụrụ na i lebaghị anya nke ọma n'ihe e kwuru, ị gaghị ewere ya ka okwu dabara adaba. Ị ga-ewere ya dị ka okwu enweghị ọkpụrụkpụ ihe ọ na-akọwa. Mana ọ bụrụ na e kwuo ya, were chemiere ya echiche ime nke ọma, ị ga-aghọta na ọ bụ okwu zuru oke ma gbanyekwa agbanye. Nke a bụ ihe ịmaatụ okwu ahụ a na-ekwu maka ya:

**(i) Ụbọchị onye ara maara na ọ na-awị ara ka ọ ga-akwụsị ịwị ara.**

Onye e lerughị okwu a e kwuru n'elu anya nke ọma ga-asị na o nweghị isi n'okwu. Mana ọ bụ okwu jupụtara n'okwu omimi. Onye ara bụ onye e weere dị ka onye isi mmebi. Ọ bụ ya kpatara na ọ naghị akpachapụrụ onwe ya anya. Mmiri na-ezo, anwụ na-eti, onye ara anaghị ajụ ase. Ma mmiri, ma anwụ, ha niile na-ama ya. Nri ọ na-eri bụ nri ọ tụtụtara atụtụta. Ọ na-agba ọtọ aga ebe ọbụla. Nke ahụ agbasaghị ya. Mana mgbe ọbụla o jiri mara na mmiri na-amagbu ya, na anwụ na-achagbu, na nri ọ na-eri rere ure, na ọ bụ ọtọ ka ọ gba, na akwa o yi

dọkachara adọka, rutọchaa n'inyi, na ndị mmadụ na-ele ya n'omume ya, ka ara ahụ na-awị ya kwụsịrị. N'ihi na isi ahụ mebiri ya adịkwala ya mma. Nke ahụ ga-egosi na ọ marakwala ihe.

**(ii) Ọ bụrụ na i buru ụgbọala gị lawa, i were nwayọọ na-anya ya ka i were laruo ngwa ngwa.**

Okwu a dị n'elu bụ okwu omimi. Ọ bụ okwu akpauche. Ọ bụrụ na i chebaghịrị ya echiche ime, ị gaghị aghọtacha ihe okwu ahụ na-akọwa. Ọ bụ ya kpatara e ji akpọ ụdịrị okwu ahụ igbuduokwu. Nkọwa okwu ahụ bụ nke a: Ụgbọala dị ka anyị siri mara bụ ihe ndị bekee rụpụtara e ji aga njem. A rụkwara ya ka ọ na-agba oke ọsọ. Ọ bụrụ na ị na-anya ya were gbaruo ya ọsọ n'isi, ọ bụrụ na ụkwụ kpọọ gị na ya, isi gị, nwere ike soro ya. Ọ bụrụkwanụ na onye ahụ nọrọ ndụ, iwu bụ na onye dị otu ahụ ga-emerụrị ahụ. Ọnọdụ dị otu a ga-eme ka onye ahụ ghara iru ebe ọ na-aga dị ka o siri chọọ na kwa n'oge ọ chọrọ. Mana onye were nwayọọ na-anya ụgbọala, ihe mberede okporo ụzọ dakpo onye ahụ n'ụzọ, ọ gaghị egbu onye ahụ. Ahụ onye dị otu ahụ ga-emerụ ga-adịkwa nwatakịrị. Ụdịrị ọdachi ahụ agaghịkwa eme onye ahụ ka ọ hapụ iru ebe ọ na-aga na kwa oge ọ chọrọ iji ruo ebe ahụ.

**(iii) Ọ bụrụ na ọnwụ gbuo mgbaru, o nweghịzi onye a ga-ejere mgbaru.**

Okwu a dị n'elu bụkwa igbuduokwu ọzọ a ga-eleba anya na ya. Okwu a dị n'elu dịkwa omimi na nghọta. Mana ọ bụrụ na e were nwayọọ tọghee ya nke ọma, a ghọta ihe ọ na-akọwa na kwa ebumnuche dị n'ime ya. Mgbaru bụ nchọga a na-achọga

onye nnukwu ọdachi dadoro, maọbụ onye nnukwu ihe meboro, n'ala Igbo. Ihe e jikwanụ agbakwuga onye ọdachi dakwasara n'ala Igbo bụ iji were nọnyere ya, kasie ya obi, mee ya ka ọ ghara ịgbasoro maka ihe mere ya were koropụ. Otu n'ime ọkpụrụkpụ ihe ndị ahụ nwere ike ịdagide mmadụ bụ **Ọnwụ.** Mana ọ bụghịkwa naanị ọnwụ. E nwekwuazịrị ihe ndado ndị ọzọ ga. N'ala Igbo, ndị Igbo na-ama ndị e ji ịgbakwuga mmadụ ozigbo ihe dakwasara onye ọbụla n'obodo, were mara. O nwee ihe ọbụla maọbụ ọdachi ọbụla dapụtara na be ụdịrị ndị Igbo dị otu ahụ, ndị mmadụ na-eji maka ha were na-agbaje ebe ahụ ihe mere. Ọ bụrụ na ọ bụ mmadụ nwụboro ụdịrị ndị dị otu ahụ, ndị mmadụ na-eji maka ha aga mgbaru n'ebe ahụ mmadụ nwụrụ n'ihi na ha na-agara onye ọzọ mgbaru ma ọdachi dakwasa onye ahụ. Mana ọ bụrụ na onye ahụ ndị mmadụ ji maka ya were na-eje mgbaru ebe o siri pụta maọbụ mpaghara ebe o bi, ma ọdachi dakwasa ha, nwụọ, o nweghị onye a ga-eji maka ya were gawakwa mgbaru ọnwụ n'ihi na onye a na-eji maka ya were na-abata n'ebe o siri pụta maọbụ mpaghara ebe o bi, anwụola. Nke a bụ nkọwa igbuduokwu ahụ dị n'elu. Ị hụla na o jupụtara n'okwu amamihe.

**(iv) 'Onye ọbụla tinyere ibu n'ụgbọala were na-aga njem kwesịrị ka ọ mụrụ anya were ruo ebe ọ na-eje ka onye ọzọ nọ n'ụgbọala ahụ ghara ịnapụ ya ụra rahụ, ya onwe ya nwe ibu amụwazie anya.**

Okwu a e depụtara n'elu bụ okwu ọmụmaatụ ọzọ banyere atụmatụ okwu **Igbuduokwu** a ga-elebakwa anya nke ọma n'akwụkwọ a. Ihe ọmụmaatụ ndị a niile a na-ewepụta banyere atụmatụ okwu banyere ya a bụ igbuduokwu bụ iji were doo gị

anya nke ọma. Chetakwa na ndị Igbo tụrụ ilu were sị na akịdị anaghị eye n'otu nta mmiri. Maka ọ na-abụ e jikọọ azịza n'ukwu, e were ya pịagbuo ijiji. Ọ bụ gidigidi bụ ùgwù eze. Ọ bụ ya kpatara o jiri dị mma ka e were ihe ọmụmaatụga were ghụọ atụmatụ okwu a bụ **Igbuduokwu**, ahụ:

Okwu a e depụtara n'elu bụ nke jupụtara na nghọta ma ọ bụrụ na e chemiere ya echiche ime. Mana, ọ bụrụ na i kowe anya n'elu, ị gaghị ahụ ihe dị n'okpuru gị. Maka na ọ bụ ọkpa ka e ji achọta ihe danyere na mmiri. Okwu e depụtara n'elu bụ nke a ga-eji nwayọọ kọwaa ka e were wepụta nghọta dị n'ime ya. Ngwa, lee ka nkọwa ya siri dị: onye ọbụla hapụrụ be ya were na-aga ebe ọzọ tere aka, nke ọ bụ ụgbọala ga-ebuje ya, anaghị agba aka. Ọ bụrụ na onye dị otu a ejighị akpa, o buru ibu. Akpa ahụ maọbụ ibu ahụ nke so ya aga njem bụ nke ihe ndị dị ya mkpa jupụtara n'ime ya. Ihe ndị ahụ jupụtara n'ime akpa ahụ maọbụ ibu ahụ bụ ihe ndị ga-eduje ya njem ahụ ma dulatakwa ya. O kwesịkwara ka onye ahụ na-eme njem ahụ ghọta ma matakwa na ndị ọzọ so ya nọrọ n'ime ụgbọala bu ha aga njem bụ ndị ọ maghị ndị ha bụ ma bụrụkwa ndị ọ gaghị atụkwasa obi. N'ihi nke a, o kwesịrị ka o kee nkwụcha. Ọtụtụ mgbe ka ndị omekome na-anọ n'ime ụgbọala ndị njem jụpụtara na ya were na-eche maka arụ ha ga-akpa na onye ha ga-eme 'echeta ebebe'. Ndị omekome a na-anọ n'ime ụgbọala were soro na-eme njem na-eghebe anya ha oghe tutu ha emee uche ha. N'ihi nke a, o kwesịrị ka onye na-eme njem gbado anya nke ọma n'ebe ọ na-eje, ledo akpa ya anya nke ọma ma chedokwa ibu ya nche n'ụzọ pụrụ iche ka mmiri erughị eru ghara ịma ya. Maka na oke anaghị eri ihe onye mụ anya. Mana ọ bụrụ na i wepụ

uche gị n’ihe ndị i ji eme njem, ha nwere ike funyụọ anya nke ga-eme gị ka i begbuo onwe gị n’akwa ma bụrụkwa onye arịrị ga-egbu. Ọ bụzị mgbe ahụ ị ga-anọzi n’iru uju na inwe obi mgbọwa ka onye omekome ahụ napụrụ gị ihe ndị ahụ ga-anọzi ebe ọbụla ọ nọ were na-atụli mma ya elu na-aghọrọ, maka na ọnyàigwè ya amatarala ya nchi na ele. O dina ala, ụra eburu ya n’ihi na ọchịchọ ya agazierela ya. Mana gị bụ onye o weere ihe ya ga-abụzi onye nke obi mwute, akwa arịrị na amakwaara ga na-echu gị ụra, ma nke ehihie, ma nke abalị.

Nke a bụ nkọwa okwu atụmatụ okwu **Igbuduokwu** ahụ e depụtara n’elu. Ị hụla na nghọta jupụtara okwu ahụ. Chepụta okwu atụmatụ okwu **Igbuduokwu** ndị ọzọ ga e nwere n’asụsụ Igbo.

## H. AHAỌNỌCHỊ (METONYMY)

**Ahaọnọchi** bụ okwu ndị Igbo ji edochi aha ihe. Ọ bụ okwu ha ji eto mmadụ site n’ụdị akparamagwa onye ahụ, ọdịdị onye ahụ, na ịgba mbọ ya. Ndị Igbo ji okwu ahaọnọchi aja mmadụ mma. Ọ bụ aha ọ na-abụ a kpọọ mmadụ, obi ekolie ya elu. Mgbe ụfọdụ ha na-ewekwuazị ya dị ka aha otutu. Ọ na-emekwu onye a na-akpọ ya ka o were onwe ya dị ka onye a maara nke ọma, onye ndị obodo nabatara omume ya nke ọma. E jikwuazị ụdịrị aha a eme ka onye a na-akpọ ya ghọta nke ọma na mbọ niile ọ na-agba n’inyere ndị be ha aka, inyere ndị mmadụ na ndị obodo ha aka, na ụtụ ọ na-atụnye na mmepe obodo n’ụdị ọbụla dị iche iche bụ ihe a nabatara nke ọma. E nwere ọtụtụ ahaọnọchi dị iche iche n’asụsụ Igbo ma na ọ bụ ụfọdụ n’ime ha ka a ga-edepụta ugbua:

(i) Ụkpaka gbagburu enyi
(ii) Ike ekwo aba
(iii) Nwa ka ibe ya
(iv) Ọgbụ na-eche ndo
(v) Ọnwa na-etiri ọha.
(vi) Omepụrụ onye ọ dịịrị
(vii) Agụ na-eche ibe ya.
(viii) Ọ chịrị ọ zụọ
(ix) A gbakpo dike izu
(x) Ugo naabọ

Atụmatụ okwu ahaọnọchi abụghị naanị n’iji ajalị mmadụ na ito mmadụ ka a na-ahụ ya. Ọ dịkwuazị n’ụdị e ji ekwutọ maọbụ akatọ onye ajọ omume. Onye na-abụghị ezigbo mmadụ na-akpa ajọ agwa na-enwe ụdịrị ahaọnọchi dị iche iche ndị Igbo na-akpọ ya. Ihe ịmaatụ ndị a ga-edepụta ugbua ga-akọwa n’ezie na ọ bụghị n’ijali na ito otuto ka ahaọnọchi gbara mkpọrọgwụ. E nwekwuazịrị ya n’ịkpọtọ mmadụ. Lee ndị a:

(i) Ajọ nwa a na-eku n’ikpere
(ii) Ọnọ na ndo ahụ ọnwa.
(iii) Ọ tapuo, ọ rịpụ.
(iv) Oji abalị mere ehihie.
(v) Oji isi aghọ mgbọ.
(vi) Gaaga n’ogwu
(vii) Egbe buru ọ laa
(viii) Ụchicha mere ihe e boro oke.
(ix) Uze ka enwe

(x) Omekatara ihe daa ụjọ
(xi) Ọta nkwụ
(xii) Abalị dị egwu.

Okwu ndị ahụ niile e depụtara, ma nke na-ekwu mma, ma nke na-ekwu njọ, ma nke na-ajali mmadụ, ma nke na-ekwutọ mmadụ, ha niile bụcha ahaọnọchi.

## I. ÒRÙRÙGHAOKWŪ (CLIMAX)

Nke a bụ okwu e ji nkwugo were mara. Ọ bụrụ na a na-ekwu ya, okwu ahụ na-ebido n'oge izizi e bidoro kwuwe ya were buru ibu na-arịgo tutu na e kwuchaa ya. N'atụmaatụ okwu orurughaokwu, okwu ọbụla a na-ekwu maka ya bụ ụzọ ga-epekanarịcha, nke na-esota nke ahụ ga-aka nke ahụ ọ na-eso. Otu a ka ha ga-esi na-akarị ibe ha tutu wee ruo na njedebe okwu ahụ, ebe onye na-ekwu ya kwudebere ya. Ọ ga-enwerịrrị usoro ọkịka n'usoro e si ekwu ya. Ịmaatụ orurughaokwu bụ ndị a:

(i) Nna m na-agbabu ọgbatumtum, mana ugbua ihe ọ na-agbazi bụ ụgbọala.

(ii) Anyị achọghị ego ise, ihe anyị chọrọ bụ ego iri.

(iii) Ebe a nọ na-ekwu na ahụ na-emesi nwa ya nwoke ike ka a natara ozi na nne ya anwụọla.

(iv) Nwanne m nwoke gara ahịa ụnyahụ zụtara m ude, akpụkpọụkwụ na akwa.

(v) Ndị be nwata ahụ atọgbọghị kọbọ ma mgbe ọbụla inwe ụgbọala a na-agụ ya.

(vi) N'oriri ihejiọkụ gara aga, nna m nwụnyechara ndị nwunye ya ọkụkọ n'otu n'otu, kpụnye ụmụnna ya ewu gbuoro ndị obodo ya ehi.

(vii) Nwoke ahụ pịara m ụtarị, suo m ọkpọ tupu ọ kwatuo m n'ala.

(viii) Amaara m mgbe nne na nna Chika bi n'ụlọ akanya, ha mechaa tikpọọ ya rụọ ụlọ gbamgbam, mana a ńụziri m na Chika nwa ha amalitela rụwa ụlọelu.

(ix) A mụọ nwa, o gbechaa igbe, ọ kwụwa ọtọ, ọ kwụchaa ọtọ, ọ malite gawa ije.

(x) A gụchaala m akwụkwọ Ndezu Ụtọasụsụ Igbo Nke Ndị Juniọ Sekọndịrị, nke m na-agụzi ugbua bụ Ndezu Ụtọasụsụ Igbo Nke Ndị Siniọ Sekọndịrị.

## Ị NHAÀGIDEOKWŪ (ANTITHESIS)

N'atụmatụ okwu nke a, okwu e kwuru ekwu na-ahagide ibe ya. Ọ bụrụ na e kwuo ya, onye na-echebaghịrị ya uche ime ga-eche na okwu ikpeazụ dị n'okwu e kwuru emebichaala maọbụ kwubichaa nke izizi e kwuru n'ahịrịokwu ahụ. Na nkọwa

nkenke, nhagideokwu bụ okwu ọbụla na-abụghị otu na nghọta na-ekwugide maọbụ na-aghagide onwe ha. Ụfọdụ atụmatụ okwu nhagideokwu bụ ndị a:

(i) Nwokorobịa ahụ anaghị ezu ohi mana ebe ọbụla ọ gafere ihe efuo.
(ii) A zọta ndụ e dobere ọnwụ.
(iii) Nwoke ahụ ji ọsọ na ije abịa.
(iv) Buru ite ahụ chuo mmiri ị lọtawa ị kụwaa ya n'ụzọ.
(v) Azụtaara m gị akwa ọzọ ị ga-adọkacha tupu o kwee izu.

Ahịrịokwu ndị ahụ niile e depụtara bụcha atụmatụ okwu nhagideokwu n'ihi na ọ bụrụ na ị gụọ ha ị ga-ahụ na okwu dị ebe ahụ na-aghagide ibe ha. Mana nke a apụtaghị na ha enweghhị nghọta. Nghọta ha zuchara oke nke ọma. Ha nwechara ezigbo nghọta ma nwekwuazị ihe ha na-akọwa n'otu n'otu.

## J. MGBUDÀOKWŪ/MWETÙOKWŪ (ANTI-CLIMAX)

Nke a bụ usoro a na-agbaso ma a na-ekwu okwu site na-isi n'okwu kacha wee ruo na nke a kacha. A na-eme nke a site n'idobe nke a kacha n'ihu, ebe nke kacha ha niile na-anọ n'azụ. Ọmụmaatụ ya bụ ndị a:

(i) Ụmụnna anyị sị na ndị ha chọrọ ịhụ n'abalị taa maka ikpe ahụ bụ nna Chima, nne ya na ụmụ ha.
(ii) O ji akpa buru ji, were aka chịrị oroma, ma werekwa ọnụ kpụrụ ùbè.
(iii) Nwoke ahụ si n'ụlọ elu kwapụ kwaje n'ụlọ ala, mana ugbua ọ dịghịzi n'ụlọ ebe o bi.

(iv) O ji anụ, azụ na ogiri were sie ofe ahụ.
(v) Ọnyaigwe ahụ madoro oke tara azụ ahụ.

Okwu ndị ahụ niile e depụtara sitere na nke kachanụ were ruo na nke a kacha. Ọ bụ ya bụ atụmatụ okwu mgbudaokwu/mwetuokwu.

## K. EGBÈOKWU (HYPERBOLE)

Egbeokwu bụ atụmatụ okwu e ji ama atụ ihe mana ihe ahụ a na-ama atụ ya anaghị aharu ka ihe e ji ama atụ ya. Atụ e ji okwu a ama bụ i ji kọwaa otu ihe a na-ekwu maka ya, ha, otu ọ ha n'ibu, otu o siri peka mpe, na otu ihe ahụ siri dị. Mana mgbe ọbụla e kwuru ya, ihe e jiri kwuo ya na-akarị ihe e jiri maka ya were kwuo ya. E nwekwuazịrị ike ịkpọ egbeokwu **òtùtù ọnụ.** N'ihi na onye na-ekwu egbeokwu bụkwuazị onye a maara dị ka **onye na-etu ọnụ maọbụ onye na-emetụ ọnụ aka.** Atụmatụ okwu egbeokwu ụfọdụ bụ ndị a:

**(i) Ọ dịghị onye ga-amaru akwụkwọ ka nwanne m nwaanyị.**

Ahịrịokwu a e depụtara bụ egbeokwu n'ihi na ọ dịghị ihe ọbụla ga-eme n'ụwa a maọbụ mere n'ụwa a, a ga-asị na a hụbeghị oyiri ya. Mana nkọwa ya bụ egbeokwu bụ na nwanne ya nwaanyị na-ama akwụkwọ nke ukwuu.

**(ii) Afọ ya ha ka ite mmiri**

O nweghị onye ọbụla nọ ndụ afọ ya haruru ka ite mmiri mana ihe okwu ahụ na-akọwa bụ na afọ onye ahụ buru nnukwu ibu. N'ihi ya, okwu ahụ bụ egbeokwu.

**(iii) Ndị ohi ji azịza zachaa be nwoke ahụ.**

Ọ bụ onye bịa ohi, o were azịza zachawa ebe ọ bịara izu ohi? Mbanụ! Naanị ihe egbeokwu ahụ chọrọ ka ị ghọta bụ na ndị ohi kwakọchaara ngwongwo niile dị n'ụlọ nwoke ahụ.

**(iv) Isi nwata ahụ ha ka isi ụkwa.**

Atụmatụ okwu egbeokwu nke a na-akọwa na isi nwata ahụ buru ibu. Ọ bụghị na isi nwata ahụ ha ka isi ụkwa n'ezie n'ihi na isi mmadụ anaghị aharu ka isi ụkwa.

**(v) Nwoke ahụ nwere ego na-esi isi.**

Nke a bụkwuazị egbeokwu n'ihi na otu ọ masịrị ego haruo, oge ọ sọrọ ya nọruo, ọ dịghị ihe ga-eme ka ọ malite siwe isi. Mana nkọwa ya bụ na nwoke ahụ enweela ego nke ukwu.

**(vi) Adaora mara mma na-ese okwu**

Nkọwa egbeokwu nke a bụ na Adaora mara ezigbo mma. Ọ bụghị na mma ya na-ebutere onye ọbụla hụrụ ya okwu na ụka.

**(vii) Nwoke ahụ ńụchara mmanya niile e buuru bịa ebe ahụ**

Otu ọ sọrọ mmadụ siri ńụba mmanya, ọ dịghị ihe ga-eme ka onye ahụ ńụchaa mmanya e buteere ọha. N'ihi ya, naanị ihe egbeokwu a chọrọ ịkọwa bụ na nwoke ahụ ńụrụ mmanya nnukwu n'ebe ahụ.

**(viii) Akpatala m ego mana nsogbu m nwere bụ na ahụghị m ndị ga-eri ya.**

A na-achọ ndị ga-eri ego achọ? A naghị achọ ha achọ n'ihi na ha juru eju, bara abara. Egbeokwu a na-akọwa na ụdịrị ego onye ahụ atụghị anya ya batara ya aka.

**(ix) Mgbe ọbụla m batara be anyị ọ na-adị ka a na-agba ọfala.**

Ọfala bụ nnukwu omenaala Igbo e ji oriri na nkwari were mara. Ọ bụkwuazị Eze maọbụ Igwe na-agba ọfala. Mmadụ nkịtị anaghị agba ọfala. Nke a kọwara nke ọma na okwu ahụ bu egbeokwu. Ihe onye kwuru ya bụ okwu bu n'uche were kwuo ya bụ na ọ na-abụ ọ lọta be ha, ọ na-agba mbọ eme onye ọbụla obi ańụrị site n'iwepụta ego a ga-eji zụta ma mmanya ma ihe oriri nke ga-eme ndị be ha obi ụtọ.

**(x) Nwaanyị ahụ ha ka enyi**

Enyi bụ anụmanụ so n'anụọhịa kacha n'ibu n'ụwa. N'ihi ya, ọ dịghị mmadụ Chukwu kere ga-aharu ka enyi. Kama ihe atụmatụ okwu ahụ na-akọwa bụ na nwaanyị ahụ buru ibu dị egwu. Ọ buru nnukwu ibu.

## KP. AKPỤOKWU (EPIGRAM)

**Akpụokwu** ahụ a kpọrọ atụmatụ okwu a ka ọ bụ ezie n'ihi na ọ bụrụ na e kwuo ya, i chebaghịrị ya echiche ime nke ọma ị mara na ọ ga-ata gị akpụ na nghọta. A naghị aghọta akpụokwu site n'ile ya anya n'elu. Mana e kwuo ya, i leruo anya ala nke ọma ị ghọta ya. Nghọta ya ga-emekwuazị gị ka ị mata na okwu ahụ ị nụrụ chee na ọ bụ okwu ọchị, okwu enweghị isi, bụ okwu nghọta na mmụta jupụtara n'ime ya. Lee akpụokwu ndị a.

**(i) Ọ bụ nwatakịrị ahụ bụ na ha na-eri nri na be ha.**

Ị gụọ atụmatụ okwu akpụokwu a, i nwere ike ị na-ajụ kedụ otu o siri bụrụ nwatakịrị na-enye ndị be ha ihe ha na-eri. Na nke ahụ agaghị ekwe omume. I leruo akpụokwu ahụ anya nke ọma, ị ga-achọpụta na okwu ahụ bụ ihe ziri ezi. Na ọ bụ ihe ga-ekwe omume. Ihe ya bụ akpụokwu na-akọwa bụ na nwatakịrị ahụ bụ nwatakịrị hụrụ ndị be ha n'anya site n'ịdị na-enyere ha aka na mkpata akụ. Ọ bụ nwatakịrị na-agbasi mbo ike, na-enyere ndị be ha aka ọ kachasị nne ha na nna ha n'ihe ọbụla ha na-eme iji were kpata ihe ha ga-eri.

**(ii) Ọ bụ nwankwọ ji nna ya ndụ.**

Ngwa, tulee akpụokwu nke a. Mmadụ ọ na-ejide ndụ mmadụ ibe ya? Ọ bụ naanị Chukwu ka ime nke ahụ dịirị. Ajụjụ ọzọ wee bụrụ: Kedụ otu nwatakịrị nna ya bidoro mgbe a mụrụ ya pịchawa were ruo na o tolite bụrụ mmadụ ga-esi tụgharịa bụrụzịa onye ji ndụ nna ya? Mana nkọwa ya adịghhịkwa akpụ otu ahụ okwu ahụ si were dị akpụ. Ihe nkọwa okwu ahụ pụtara bụ na ọ bụzi Nwankwọ na-ebuzi ibu dị n'ezinaụlọ ha. Na ọ bụ ya na-emezi ihe niile nna ya kwesịrị ka o mee ma ihe gbasara ego, iri nri, igbo mkpa dị iche iche n'ezinaụlọ. O nwere ike ọ bụrụ na nna ya anaghịzi akpatanwu ihe ọbụla ugbua maọbụ na ọ kawala nka nke mere na ọ dịghịzi ihe ọ na-emenwu n'ezinaụlọ ya. Nke a ga-emezi ka Nwankwọ tinye isi buru ihe ndị ahụ nna ya bubu.

Rụọ ahụ gị ụka chọtakwuo akpụokwu ndị ọzọ e nwere n'asụsụ Igbo. Depụta nke ọbụla ị chọtara ma kọwaa ya nke ọma.

## KW. NKWUMA (EUPHEMISM)

Atụmatụ okwu **nkwuma** bụ usoro e ji ụzọ dị iche iche na ụzọ na-atọ ụtọ na ntị were na-akọwa okwu dị njọ maọbụ okwu siri ike. Ọ bụ okwu ọma e ji ekwudaru okwu ọjọọ, ala. Ọ bụrụ na ị na-anụ ya ka a na-ekwu ya, ọ ga-adị gị mma na ntị mana i lebara okwu ahụ anya ị chọpụta na ọ bụghị ezigbo ihe ka a na-ekwu maka ya. Lekwa atụmatụ okwu nkwuma ndị a:

**(i) Nwokorobịa ọma ahụ na-abụ ọ bụrụ na i doweghị ihe gị nke ọma, o were ya dowere gị.**

Nke ahụ bụ ụzọ ọma e ji were na-akọwa na nwokorobịa ahụ bụ sọ mma, na-ezu ohi. Ọ bụ okwu ọma e ji were na-akọwa ihe dị njọ. Ihe ahụ dị njọ nwokorobịa ahụ na-eme bụ izu ohi. Ohi abụghị ezigbo ihe. Mana otu e siri were nkwuma kọwaa ya mere ka ọ dị ụtọ na ntị ịnụ ma bụrụkwa nghọta jọrọ njọ.

**(ii) Amaka achịpụtala ndị be ha ụkwụ n'ezi.**

Nke a bụ okwu ọma e ji were na-akọwa na Amaka etinyela ndị be ha na nsogbu. Na ọ rapụtala ndị be ha site n'ibutere ha okwu na ụka. Okwu na ụka abụghị ezigbo ihe. Ọ dịghịkwa onye na-ekpe ekpere ka ọ bịara ya. Ọ dịghịkwa onye ọ na-adị mma na ntị ma ọ nụ ya. Mana, n'ụzọ ahụ e siri kwuo na Amaka koteere ndị be ha okwu na ụka dị mma na ntị, mana nkọwa ya dị njọ.

**(iii) Ọ naghị eji ihe dị na nwaanyị egwu egwu.**

Nke a bụ okwu ọma e ji were na-akọwa na ọ na-eso nwanyị nnukwu. Ọ naghị ekwe ka nwanyị si ebe ọ nọ gafee ka ọ ghara isowe ya. Nwoke na-eme ụdịrị ihe a abụghị ezigbo ihe ka ọ na-

eme mana otu e siri kwuo ya mere ka a ga-asị na ọ bụ ezigbo ihe.

**(iv) Okenna alakwurula nna nna ya ha.**

Ahịrịokwu a bụ ahịrịokwu atụmatụ okwu nkwuma. Ọ bụ ebe e ji okwu dị mma were na-ekwupụta okwu dị njọ. Ọnwụ! Ọnwụ abụghị ezigbo ihe. Ọ bụ ihe na-emesi mmadụ ike. N'ihi ya, ọ dịghị onye na-achọ ka ọ na-anụ ya na ntị. Mana otu ahụ e siri kwuo ya mere ka ọ dị mma na ntị.

**(v) Nwaanyị ahụ ataala ọjị.**

Ịta ọjị bụ ezigbo ihe n'ala Igbo. Ọ bụwkuazị omenaala anyị bụ sọ mma. Mana okwu ahụ e kwuru n'elu anaghị akọwa na e nyela nwaanyị ahụ ọjị, ọ taa kama nkọwa ya bụ na nwaanyị ahụ eteela ọ putara ụwa. Na ọ katawala ahụ n'ihi na ọ bụghị taa ka ọ pụtara ụwa.

**(vi) Ada nwoke ahụ esila n'ụwa a tọrọ ụdọ.**

Nke a bụkwuazị ụzọ dị mma na okwu ọma e ji were na-akọwa ọnwụ. Atụmatụ okwu ahụ ji ụzọ dị mma na ntị were na-akọwa na ada nwoke ahụ anwụọla.

## L. OKWUNKWUTÙ (LITOTES)

Atụmatụ okwu nke a bụ atụmatụ okwu anaghị ekwuwaru okwu n'isi. Ọ na-akpatụ okwu obere aka. Ọ bụ atụmatụ okwu na-ekwutu okwu ala karịa otu okwu kwesịrị ịdị. Site n'ụdị ya n'okwu, ọ na-ewedata ihe karịa iweru ya n'isi. Ndị a bụ ọmụmaatụ atụmatụ okwu okwunkwutu ụfọdụ:

(i) Ọ machasịghị ihe ike
(ii) Ọ fọdụrụ nwantakịrị ihe ka ọ daa n'ule ha lelere.
(iii) Isi ezuchaghị ya oke.
(iv) Ume jisi ike wee ruo be ha.
(v) O nwere ihe fọdụrụ ya n'uche.
(vi) Nwoke ahụ ji ịwị ara ụgwọ.

## M. ILU (PROVERB)

N'ala Igbo, a na-ewere ilu dị ka ezigbo okwu nka ndị Igbo ji achọ asụsụ Igbo mma. Ọ bụ ilu ka ndị Igbo ji eme ka okwu ha dị ụtọ na ntị ma kakwuazị aka na nghọta. A sị na ọ na-abụ a chụchaa aja a hụghị udele a mara na ihe mere na be ndị mmụọ. Ọ bụrụ na e kwuchaa okwu Igbo, dechaa maka asụsụ Igbo ma a kpọtaghị ilu aha, a mata na ihe a na-ede maọbụ na-ekwu, ezubeghị oke. N'hi nke a, a ga-asị na ilu bụ okwu miri emi na nghọta, ndị Igbo ji akọwa onwe ha, asụsụ ha, na ebumnuche ha. N'ihi na ilu na-adị omimi na nghọta, ọ na-enyere aka iji were na-ekpokọta okwu ọnụ. Otu ilu nwere ike kọwaa okwu nwere ike iwe mmadụ oge ma a kọwaba ya. Ọ bụ ya kpatara e jiri kwuo na ilu Igbo bụ atụmatụ okwu ndị Igbo ji edozi okwu ha. A na-eme nke a site n'iji ilu mee okwu ka o bee nkenke, ka ofeke ghara ịma ihe a na-ekwu, ka okwu were dị ebube na ntị.

Ndị Igbo na-eji ilu egosipụta otu ndụ ha dị, ụdịrị agwa ha na-akpa, ebumnuche ha, nghọta ha, ofufe ha, omenaala ha, echiche ha banyere ndụ, otu ha siri were ụwa ha, ịgba mbọ ha, amamihe ha, nkwenye ha, nghọta ha na mmekọrịta ha, dgz. Ọ bụ site n'ilu okwu ndị Igbo ka ị ga-esi chọpụta ihe ndị a niile. Ilu ọbụla e nwere n'ala Igbo nwere ihe ọ na-akọwa. Nke ọbụla n'ime ha

mmadụ tụrụ nwere ihe kpatara onye ahụ jiri tụọ ya. O nwere ihe ọ na-arụtụ aka. N'ilu, ka anyị ga-esi chọpụta na uche ndị Igbo emika. Ọ na-egosi na ndị nna anyị ha wepụtachara ilu ndị ahụ bụ ndị riri amosu. Ọ bụkwa amamihe ka e ji were mara ilu n'ihi na a na-ewere onye amaghị ilu n'ala Igbo dị ka onye na-ańụjughị mmiri ara nne ya afọ nke ọma. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji atụ ilu na-asị na onye ọbụla a tụọrọ ilu kọwaara ya mara na ego e jiri lụta nne ya lara n'iyi. Ilu nke a na-akọwa na onye ọbụla bụ onye Igbo kwesịrị ịma ka e si atụ na ka e si akọwa ilu n'ihi na ọ bụ ilu ka e ji amata onye maara ihe nke ọma n'ala Igbo. N'ala Igbo, a na-ewe onye ọbụla amaghị ihe ọbụla banyere ilu dịka onye ihe fọdụrụ n'uche ya nke ga-eme a gbawa izu a gaghị akpọ ya n'ihi na a na-ewere onye ahụ dịka ***ọbịara n'izu amaghị okwu***. Nke a pụtara na onye bịara ebe a na-ekwu okwu mana ọ dịghị ihe ọbụla ọ ghọtara e kwuru. Ọ naghị abụ naanị ihe ihere onye ahụ mana ọ na-abụkwuazị nke ndị nwe ya n'ihi na ọ na-abụ anya bewe, imi ebwe maka na ihe ọbụla ruturu anya erutula imi.

Onye ọbụla na-amụ asụsụ na omenaala Igbo kwesịrị ịmụta ilu nke ọma n'agbanyeghị **Mba** onye ahụ si, ka ọ ghara iso na ndị a na-ewere dịka ọbịara n'izu amaghị okwu. Ndị Igbo tụrụ ilu sị na ọ bụrụ na nwatakịrị mụta akwa nnụnụ, ọ gbaa mbọ mụtakwuo ufe ya. N'ihi ya, ọ bụrụ na ị mụtala ka e si asụ na ka e si ede asụsụ na omenaala Igbo, ị ga-agba mbọ mụtakwuo nke ọma otu e si atụ ilu na otu e si akọwa ya. Maka na asụsụ Igbo e wepụrụ ilu ya (ilu adịghị) dị ka mmanụ e wepụrụ nnu na ya (mmanụ nnu adịghị). Ọ bụrụ na ị mụta ilu were tinyekwuoro ya ihe ndị ọzọ ị mụtarala n'asụsụ Igbo, ị mara na ọ bụghị mmadụ

ga-agwa gị tupu ị mara na ị batala asụsụ na omenaala Igbo ime nke ọma. Mụ were na-asị gị gbaa mbọ mụta ilu nke ọma n’ihi na ebe ahụ nwatakịrị na-ebe akwa arụ aka, nne ya anọghị ya, nna ya anọrọ ya maka na ihe okenye nọ n’ala were hụ, nwatakịrị kwụrụ ọtọ ọ gaghị ahụ ya. A tụọrọ ọmara ọ mara, mana a tụọrọ ofeke o tinnye isi n’ọhịa.

**(i) NKỌWA ILU**

Nke a bụ ihe kacha enye ndị mmadụ nsogbu n’ihe banyere ilu. Ịkọwa ilu na-adịrị ndị maara ya (ka e si akọwa ya) mfe ma na-agbagwojukwa ndị na-amaghị ya anya. Ịkọwa ilu bụ ihe na-atọ ụtọ nke ukwu ma ọ bụrụ na ị mara ka e si akọwa ya, mana e jikwa m n’aka na ọ bụrụ na ị gụchaa akwụkwọ a na ịkọwa ilu agaghịzi na-ahịara gị ahụ ma ọ bụrụ na i so na ndị ọ na-atara akpụ. Nkọwa ilu ga-adịzi gị ka a na-aracha ụtụ. Ọ bụ uche akwụkwọ a ime ka ọgbatauhie gị niile banyere ilu na nkọwa ya bụrụ ihe e jiri mere akụkọ.

A naghị akọwa ilu na a tụrụ ilu kama a na-akọwa ilu na a ghọtara ilu a tụrụ. Onye ọbụla na-akọwa ilu na-eji ezigbo echiche ya mee nke a n’ihi na ọ bụghị otu ahụ o siri nụ ya ka ọ ga-esi ghọta ya. Ọ bu naanị ofeke si otu a eme. Nkọwa ilu bụ ihe a na-eji ezigbo akọnauche eme. Ọ bụrụ na e jiri ilu were kwuo okwu sị gị ngwa kọwaa ilu e jiri kwuo okwu ahụ, naanị ihe ị ga-eme bụ na ị ga-esi na nghọta i nwetara n’okwu ahụ e kwuru were kọwaa ihe ilu ahụ e jiri kwuo ya. Ọ bụrụ na ị ghọtara okwu nke ọma, nkọwa ilu e jiri kwuo ya agaghịkwa ahịa gị ahụ. Ọ bụrụkwanụ n’ederede ka e nyere gị ilu ka ị kọwaa, naanị ihe ị ga-eme bụ i sikwa na nghọta i nwetara

n’ederede ahụ were kọwaa ilu ahụ e nyere gị. Ihe kpatara ị ga-eji na-eme otu a bụ maka na onye ọbụla maara atụ ilu nke ọma na-atụ ya ka ọ daba n’ihe ọ na-ekwu maọbụ na-ede. Mana ọ bụrụkwanụ ilu ọ bụ naanị ya kwụ ka a sị gị kọwaa, ya bụ, ilu e jighị kwuo okwu,e jighị kọo akụkọ maọbụ were dee ederede, ihe izizi ị ga-eme ma e nye gị ụdịrị ilu dị otu ahụ kọwaa bụ na ị ga-echebara ya echichhe ime tupu ị malite kọwaba ya. A dakwasakwala ya ozigbo ị hụrụ ya were malite kọwaba ya otu ahụ i siri hụ ya. I mee otu ahụ ị mara na ị bụ ezigbo ofeke. Ị ga-agba mbọ ghọta na ilu ọbụla nwere ihe ọ na-akọwa, na ọ bụghị ihe e jiri tụọ ya ka ọ na-ekwu maka ya. Ihe ọ na-ekwu maka ya bụ ihe ọzọ. Ọ bụrụ na ị matachaa ihe dị otu a ị mara na ugo eberela na mgbagbu. O nweghịzi ihe ga-eme ka ị ghara inweta nkọwa ilu ahụ.

N’ihi nke a, kọwaa ilu site na nghọta ya. A kọwala ya site n’otu e siri depụta ya. Ọ bụrụ na e nye gị ilu dị otu a ka ị kọwaa:

**AGAGHỊ M EKWORO NA ENYI M NWAANYỊ AMAKA MMA WERE RỊA UBE E DORO IYI**

Ị gaghị esi otu a e siri depụta ilu a were kọwaa ya na-echebaghịrị ya echiche ime. E sikwala otu a nye nkọwa gị:

> **Agaghị m ekworo na enyi m nwaanyị amaka mma, na ọ bụ asampete ga ghọtara ya ube e doro iyi na ya, n’ihi na anaghị m achọ ebe m ga-anwụ. Ọ bụrụ na ube na-agụ ya azụtara m ya ube ma mụ nwee ego. Ma ọ bụrụ na mụ enweghị ego, agwa m ya ka o jide akpịrị ya aka**

**n’ihi na m gaghị egburu ya onwe m. Maka na esighị m n’ike etinye nri.**’

Nkọwa ilu a abụghị ya chaa chaa n’ihi na ọ bụ naanị onye bụ ọkpọkọpị dị n’ofeke ga-esi otu ahụ kọwaa ilu. I lee anya ị hụ na onye si otu ahụ kọwaa ilu echebaghịrị ya echiche ime ma ọlị tupu ọ kọwaba ya. Ụdịrị nkọwa ilu a na-ebutere ndị maara ilu Igbo nke ọma oke ọchị. Ọ bụghị naanị nkọwa onye ahụ nyere ka a na-achịrị ọchị. A na-achịkwuazị onye ahụ na ọ maghị ihe.

Ọ burụ na onye a sị ya kọwaa ilu chere echiche nke ọma tupu ọ kọwaba ya, ọ ga-aghọta na ịma mma bụ ezigbo ihe, na ọ bụ ihe dị mma, mana iyi bụ ajọ ihe. Ọ bụ ezigbo nsogbu. N’ihi ya, mmadụ ịrị ube e doro iyi bụ mmadụ itinye onwe ya na nsogbu, mmadụ ịkpatara onwe ya okwu. Ọ dịghịzi ihe ọzọ achọrọ n’ilu ahụ n’ihi na nkọwa ya agwụla ma ọ bụrụ na onye ahụ e siri otu a were soo ya. Naanị ihe ọ fọdụrụ bụ onye ahụ ị chịkọtazi echiche ya ọnụ ka ha bụrụzịa otu. Ọ ga-eme nke a site n’inye nkọwa na mkpokọta ya. N’ihi ya, nkọwa ilu ahụ ga-abụ:

**“Agaghị m ekworo na ihe dị mma were tinye onwe m na nsogbu.”**

Ọ bụ otu a ka o kwesịrị ka i si were na-akọwa ilu.

## ILU ỤFỌDỤ NA NKỌWA HA

A ga-edepụta ilu ụfọdụ n’akwụkwọ a ma kọwapụta ha iji wee nyere gị aka ka ị mụta nke ọma otu e si akọwa ilu Igbo.

**Ngwa, lee ilu ụfọdụ na nkọwa ha:**

| | ILU | NKỌWA HA |
|---|---|---|
| 1 | E jide ibe ji n'aka e were sawa ndị mmụọ okwu | Ọ bụ onye nwee ihe ọ ga-eji mee ihe, o were chetawa maka ihe omume dịịrị ya. Ọ bụghị i nweghị ego, ị na-achọ ihe ego ị ga-eme. |
| 2 | A kpaa akpa were gbuo nwaada, ọ naghị awa n'afa. | Ihe ọbụla a tụkọrọ aro ọnụ were mee anaghị apụta okwu |
| 3 | A nyụkọọ amịrị ọnụ ọ gbọọ ụfụfụ. | E zukọọ ezukọ mee ihe, ọ gaa n'ihu nke ọma (o nwee isi) |
| 4 | Nwatakịrị nọdebere okenye nso enwetaghị ibegiri ọjị, o nweta anụ kpọrọ nkụ. | Onye na-akpụdebe ndị bu ya ụzọ pụta ụwa (ndị tọrọ ya) nso, na-amụta ezigbo ihe n'aka ha. |
| 5 | Iri anaghị eme nwagbọghọ n'ihi na ọ bụrụ na ọ dịghị mma ọlụlụ, ọ dịnụ mma ime enyi. | Mmadụ dị ndụ Chukwu kere nwerịrị ihe ọ ga-adị mma na ya. Ọ bụrụ na ọ maghị eme nke a, ọ ga-amara eme nke ọzọ. |
| 6 | Ụzụ amaghị akpụ ogene lere egbe anya n'ọdụ. | Onye amaghị eme ihe, si n'aka onye maara eme ihe ahụ mara ka e si eme ya. |

| | | |
|---|---|---|
| 7 | A chọwa a hụ anaghị akọ n'akpa dibịa. | Ihe anaghị akọ ụkọ n'ebe ọ na-adị. |
| 8 | Onye hụrụ ugo jaa ya mma n'ihi na a naghị ahụ ugo kwa daa. | Onye ihe dị mma bịaara nabata ya (kelee chi ya) n'ihi na ihe ọma anaghị abịa mgbe ọbụla. |
| 9 | Nwa a kwọ n'azụ amaghị na ije dị ụfụ. | Onye a na-emere emere amaghị na ihe siri ike. |
| 10 | Agadi nwaanyị hụ ebe ịkpa gbara ọkụ amịrị akpawa. | Onye hụ ihe dị mma ọ gụwa ya mana ọ gaghị ama na ọ bụ ahụhụ ka a tara mee ihe ahụ ka ọ dị mma. |
| 11 | Aka kpara eze udele o kwuo ndị mmụọ chiri ya eze. | Ụbọchị a ga-enweta gị n'ihe ọjọọ ị na-eme ka eziokwu ga-apụta gị n'ọnụ. |
| 12 | Atụrụ na-arọ nrọ ebe o yi akpụkpọ agụ bụ nrọ ọnwụ ya. | Mmadụ ikonye aka ebe aka ya erughị bụ ọnwụ ya ka ọ na-egbu. |
| 13 | Ụtara anaghị ada n'ala ghara imetụ aja. | Onye ọbụla chọrọ okwu na ụka ga-ahụrịrị ya. |
| 14 | A naghị aba ụlọ maka na a hụrụ akanya (atanyi) | Ọ na-adị mma ka a jụọ ase tupu e mewe ihe n'ihi na a naghị ewere ihe otu ahụ o siri |

| | | |
|---|---|---|
| | | dị n'anya. |
| 15 | Ọ bụ ire ọma ka ejula ji aga n'ogwu. | Ọ bụ omume ọma ka mmadụ ji alafere ihe isi ike. |
| 16 | Ọkụkọ chịrị ụmụ ọ chịrị ekwurekwu. | Ọ bụ otu onye siri nwee ihe ka mkpa ya hakwuazị n'ihi na o bụ ka onye ha ka ihe na-abịara ya na-aha. |
| 17 | Okokporo sị ka a chọwara ya nwaanyị nke taa, nke echi, ọ bụ ya na onye bibu kemgbe? | Onye na-asị n'ihe dị ya oke mkpa, ọ bụ na ọ nọghị (o bighị) mgbe ọ malitebeghị chọwa ihe ahụ. |
| 18 | Onye ọ nyịrị n'ojije, ọ gaghị anyị n'ọlịla. | Onye ọbụla bụ dike n'ụdị nke ya. Ọ bụrụ na ị naghị emeta nke a, ị ga na-emeta nke ọzọ. |
| 19 | A gbakọọ izu ọnụ, e gbuo dike. | E jikọọ aka ọnụ were mee ihe a na-eji ya emepụta ezigbo ihe. |
| 20 | Uche ji nwaanyị àgà ji di na-alụ ya. | Ihe dịịrị mmadụ dịkwuazịrị ndị nwe ya. |
| 21 | Ihe mere onye ji otu nwaanyị ejila abụọ mere okokporo ojighị nwee nke o ji. | Otu ihe siri were siere ọgaranya ike ka o si were siere ogbenye ike. |

| | | |
|---|---|---|
| 22 | Ewi sị na ihe kpatara o ji enwe ụfụ bụ maka na ihe ọsọ na-eme mgbe ọbụla. | Onye nọ ndụ na-adị nkwadobe maka ihe ndapụta n'ụdị ọbụla. |
| 23 | Nwata tichaa akị tufuo mkpume, agụụ gụwa ya ọ chọwa ya. | Ọ dịghị ihe ọbụla mmadụ nwere ọ ga-asị na o gbochaarala ya mkpa ọ bịara ka o gbooro ya n'ihi na mkpa ya nwekwara ike ịdapụta mgbe ọbụla. |
| 24 | Ngwere emeghị ihe o jiri bụrụ ngwere, ụmụazị erie ya ọkọchị na udummiri. | Onye emeghị ihe o jiri bụrụ ya, ụmụ mmadụ arụnye ya aka n'anya. |
| 25 | Nwaanyị na-eche ka di weta di weta mgbe ọbụla, na-esinye ite ọkpọọ n'ọkụ. | Onye a na-enye enye anaghị eri ihe gụrụ ya. N'ihi ya, onye ọbụla kwesịrị ịdị na-agba mbọ akpata ihe nke onwe ya. |
| 26 | Nwaanyị na-akọ ihe di ya mere ya, ọ na-akọkwara ndị mmadụ ihe o mere di ya. | O nweghị onye na-ebughhị ntụpọ n'ụwa a. |
| 27 | Ụkwa ruo oge ya, ọ daa. | Ihe ruo oge ya, o mee. |
| 28 | A naghị akarụ onye ọrụ ma ọ bụrụ na chi ejighị. | E kwula otu ihe dị ma ọ bụrụ na ị hụghị ya nke ọma. |
| 29 | Nwa atụrụ na-anyụle | Onye na-eme onwe ya ihe, o |

| | | |
|---|---|---|
| | ọdụ ya ọ sị na ọ na-anyụle obi onye nwe ya. | chee na ọ bụ mmadụ ka ọ na-eme. |
| 30 | Ọ bụghị a dachaa elu a bụwa ete mmiri. | Ọ bụghị ihe mebichaa, a malite chọwa otu a ga-esi mezie ya. |
| 31 | Onye kwere ude n'abịa esorola gbaa abịa. | I soro mee ihe ọbụla i sooro tụpụta aro ya. |
| 32 | Agwọ na-eze akụ, a sị na ọ maghị agba ọsọ. | Onye na-azọ isi onwe ya, a sị na ọ maghị ihe ọ ga-eme. |
| 33 | Ọkụkọ nọ n'ọhịa mana anụ ya agwụla. | Onye a na-agbagide izu anaghị ama ihe na-eme. |
| 34 | Nwanne awọ gbatịa ya ụkwụ ka nwanne nkapị bebilata ya ọnụ. | Onye maara onye na-eme ihe ọjọọ kpọọ ya dụọ ya ezigbo ọdụ. |
| 35 | Onye achọghị ka a kpọọ ya ohu emekwala ka ohu. | Ọ bụrụ na ị chọghị ka e mesie gị ike, a chọkwala okwu (e zuzukwala ezuzu). |
| 36 | Nkịtị a gbara onye iro abụghị mmeri | A na-ezegbu ọnwụnwa ezegbu. |
| 37 | Ọ kwa enwe na-ekwu na ọdụ ya etoghị ogologo, dinta were mma na-achabirikwa nke dị adị. | Mmadụ na-akọwa na o nweghị ihe, a na-anarakwu ya nwa obere nke o nwere enwe. |
| 38 | Ị hụ agadi nwaanyị ka ọ na-eri akpala ọkụkọ, ị | Duo onye ị hụrụ na-eme ihe ọjọọ ọdụ ka ọ kwụsị ya maka |

| | | |
|---|---|---|
| | napụ ya maka na o bute ụkwara o zuo ọha. | na ị hapụ ya o kote okwu o rusa onye ihu na onye azụ. |
| 39 | Ngwere nọkarịa n'ubi ọ ghọrọ aghụ. | Oge ime ihe na-eru eru ma, na-agafekwa agafe. N'ihi ya, ọ bụrụ na oge ime ihe ruo i meghị ya, ọ gafee. |
| 40 | Ụtụtụ emeghị ngwa ngwa, ehihie eburu ya ụzọ | Mmadụ kwesịrị ime ihe o torula ime maka na ọ hapụ ime ya, ndị ọ karịrị na ndị ọ tọrọ e buru ya ụzọ mee ihe ahụ nke ga-ebutere ya ihere. |
| 41 | Onye ańụla nga ma ọ bụrụ na oyibo alaghị. | Onye nọ ndụ adịghị mma ikwu na ihe adịchaarala ya mma n' ụwa a tutuu na a dọnye ya n'ili n'ihi na ụwa na-eme ntụgharị. |
| 42 | Aka mkpụmkpụ ekweghị mbe weta ihe dị n'uko. | Enweghị ihe na-egbochi ọtụtụ mmadụ ime ihe ha chọrọ ime (ihe bụ mkpa ha) |
| 43 | E jighị okwukwe n'isi ngwere ama nke e ziri ozi. | A naghị eji ụdịrị omume ụfọdụ ndị mmadụ na-eme ama mgbe ha nọ na nsogbu. |
| 44 | Ọkụkọ kwaa akwa uche echewe onye ji ụgwọ. | Obi na-amapụ onye metara ihe mgbe ọbụla. |
| 45 | E sowe ụtọ agbọnọ a rahụ n'ukwu adụ. | Ọ bụrụ na a gbasowe ihe otu o siri dị mma, a gaghịzi enwe |

| | | |
|---|---|---|
| | | ike mee ihe ọzọ. |

E nwere ọtụtụ ilu ndị ọzọ. Ilu juru eju bara abara. A naghị achọ ha achọ. Gbaa mbọ mụta ọtụtụ n’ime ha ma marakwa nke ọma otu e si akọwa ha (ya bụ nkọwa ha n’otu n’otu).

## ỊTỤ ILU

Ihe a ga-eji leba anya n’isi okwu a bụ na ọtụtụ amaghị otu e si atụ ilu, mgbe e ji atụ ilu, na ka e si atụ ya. Ilu ọbụla e nwere n’asụsụ Igbo nwere ihe ọ na-akọwa, ihe ọ na-arụtụ aka. N’ihi ya, o kwesịrị ekwesị nke ọma na ọ bụrụ na ị chọọ ịtụ ilu ọbụla n’asụsụ Igbo, ị ga-agba mbọ tụọ ya bụ ilu ka ọ daba adaba nke ọma n’ihe ị na-ekwu.

Mgbe ọbụla ị na-ekwu okwu ọbụla maọbụ na-ede asụsụ Igbo were chọọ ịtụ ilu, ihe izizi ị ga-eme n’uche gị bụ na ị ga-agba mbọ ghọta nke ọma ihe bụ nkọwa ilu ahụ ị chọrọ iji ya kwuo maọbụ dee. Ọ bụ site n’ịmaatụ ihe ilu ahụ pụtara ka i ga-eji mata ma ilu ahụ ọ ga-adabakwa n’ihe ị chọrọ iji ya were mee.

A tụkwala ilu ị maghị nkọwa ya, ihe ọ pụtara. E jikwala ilu ị maghị ihe ọ bụ were kwuo okwu maọbụ were dee ihe. Onye na-eme nke a bụ onwe ya ka ọ na-egbu. Ị na-ekwu okwu were tụọ ilu adabaghị adaba, ilu ahụ ị tụrụ ga-aghasacha ihe ahụ niile i na-ekwu, maka na onye na-ege gị ntị n’ihe ị na-ekwu maara maka ilu ahụ ị tụrụ ga-ajụ ma ị makwa ihe ị na-ekwu. N’aka nke ọzọ kwa, ọ bụrụ na ị na-ede edemede, a tụkwala ilu ọbụla bịara gị n’uche. Jide n’aka nke ọma na ị maara nghọta ilu ọbụla

ị chọrọ iji were dee ihe. Ọ bụrụ na ị maghị nkọwa ilu ahụ ị chọrọ iji dee ihe, a tụkwala ya. Mana ị nwaa anwa dekanya ya ebe ahụ, ị mara na Okokporo debichaala ihe ị na-ede. N'ihi ya, ọ kaara gị mma na ị tụghị ilu chaa n'ihe ị na-ede karịa ịtụ ilu adabaghị n'ihe ị na-ede, ilu ga-achịpụta gị ụkwụ ezi, ilu ga na-akọwa ihe ọzọ, edemede gị a na-akọwa ihe ọzọ.

A tụkwala ilu ka e were sị na ị maara ka e si atụ ilu kama tụọ ilu maka na ị maara ihe ilu ahụ bụ ma marakwa na ọ dabara adaba n'ihe i ji ya were kwuo. Ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ na ọtụtụ ndị mmadụ na-eji aka ha echepụta ihe masịrị ha kwuo sị na ọ bụ ilu. Nke a ekwesịghị ekwesị. N'ihi na mgbe ọbụla i kwuru ihe ọbụla na-abụghị ilu, nwaamala Igbo ọbụla bụ ezigbo nwaafọ Igbo ga-ama na ọ bụghị ilu ka ị tụrụ kama na ọ bụ okwu ka i kwuru. E chekwala na ihe ọbụla i meghere ọnụ were kwuo nwere ike ịbụ ilu. Ezigbo ilu na-akọwa onwe ya. Okwu e kwuru ekwu were sị na ọ bụ ilu na-egosikwuazị onwe ya na ọ bụghị ilu n'ihi na ngwere anaghị agba ajị. Ọ bụrụ na a tụọ ilu, ọ bụghị mmadụ ga-agwa gị na ọ bụ ilu. Maka na ọ na-adị ụtọ na ntị, na-ebukwuazị nghọta na ihe nkuzi pụrụ iche.

Ị ga-ejisi ike mụta ọtụtụ ilu ị ga-atụ mgbe ọbụla ị na-ekwu okwu, asụ maọbụ na-ede asụsụ Igbo. Nke a ga-enyere gị aka were bụrụ **'akwaa akwụrụ'** n'asụsụ Igbo. Lee ilu ụfọdụ a tụrụ ebe a:

1. Ọ bụ onye bunyere onye nchiche ụkwa sịrị ya sibe ya.
2. Onye a na-eme omume omume na-ebe obube obube.
3. E gbuo ma iwe, e lie ma ọnụma.

4. A kaa ụtụ ogbenye akaa ọkpọ.
5. Ị chọwa ọchị nkịta i nye ya ji dị ọkụ.
6. Okokporo anaghị ama mgbe ọ gafere ama ọgọ ya.
7. A kụkata aka n’obi e gosi ndị mmụọ ebe ndụ dị.
8. Ebe onye dara ka chi ya kwaturu ya.
9. Ọ bụ a na-eso mma, ndụ nwamkpi a na-eto ogologo.
10. Aka jie agụ mgbada abịara ya ụgwọ.
11. Ugo anaghị ebu ọkụkọ mana ọ na-egosi egbe ebe ọkụkọ nọ.
12. Oke sị na ọ nọghị n’ụlọ mgbe a mara iwu ohi.
13. E lelịa nwa ite ọ gbọnyụọ ọkụ.
14. Mmiri e jiri sie agwọ na-atọ agwọ agwọ.
15. Nkwụ na nkwụ tokọọ, ha ajụkọọ igu.
16. A naghị ahụ mmụo ghewe ọnụ oghe.
17. O nweghị obodo ihe na-ata akwụ adịghị.
18. E sowe okukoro anya enwe ji agwụ n’ọba.
19. Nkịta na-agbọ ụja sị na ọ na-azọ ndụ ekperima, na-azọkwuazị ndụ onye nwe ya.
20. Ihe adịghịrị adụ mma kpatara o jiri mịa n’elu.
21. Onye chi ya wọrọ ọcha na-acha ka anyarị
22. Ebe onye dara ka chi ya kwaturu ya.
23. Arụsị e jiri akwa ọkụkọ chụọrọ aja mara na ụkwụ ọkụkọ na isi ya dị n’akwa ahụ.
24. Ọ bụ nwata amaghị ihe ka a na-egosi oke ala ugboro abụọ.
25. Nwaanyị sị na ikpe ya na di ya abụghị nke mmadụ ga-ekpe, ndị mmụo kpeere ha ọ ga-akara ya mma?
26. Onye chọọ igbu nkịta o nye ya aha ọjọọ.

27. Onye a na-afụrụ ụsụrụga ọ na-agba amaghị na ụsụrụgada bụ egwu ndị mmụọ.
28. Ọ bụrụ na a na-egbu anụ ndị merụrụ ala, a ga-ebu ụzọ gbuo nwamkpi.
29. A gbaa aja, a gbaghị okoro ya, ọ wachikwa n'afa.
30. Arụsị chị ụmụ na-eri ọtụtụ akpara ji.
31. E buru ọnụ na-achụ aja, ọ na-ada ọnwụ ọnwụ.
32. Ọ bụ a kwanyere ụtara ugwu ọ dị ka o juru afọ.
33. Ihe e ji apụ egwu ọnwa bụ ka a hụkọrịta n'ihi na o nweghị onye ọnwa anaghị eti be ya.
34. Ọ bụghị a hapụrụ nwata ụlọ a chọwa onye ga-eledo ya anya.
35. Onye zụrụ egbe ọhụrụ na-eji ya aga akwa onye toro afọ.
36. Ada m, ada m, na-adabanye n'ọkụ.
37. Apịtị amaghị onye ọbịa.
38. Ọ bụ ka a bịa, ka a bịa, ka awọ ejighị puo ọdụ.
39. Mgbada nyụọ ka enyi ukwu awaa ya.
40. Onye isi nkwọcha anaghị atụ okwute.
41. A bachanyekarịa ji n'ọgwụ, ọ ghọọ ji awaị.
42. A naghị ere ọkụkọ ọkpa gbajiri n'ụlọ.
43. Ugwu bụ nkwanye nkwanye nwaanyị ji amụta ibe ya.
44. Onye ji ihe nwata wellie aka elu, aka rowe ya o wetuo ya.
45. Anụ niile na-afụ opi mana nke nkapị na-apụ iche.
46. Nwamba sị na mmetụta ahụ bụ ụtọ ndụ.
47. Ọ bụ oke nọ n'ụlọ gwara oke nọ n'ọhịa na ngwugwu ogiri dị n'anya ọkụ.
48. Agwọ na ihe o loro atọgbọrọla.
49. Akụ fechaa ọ daara awọ.

50. Ughere abụghị ọrịa ọ bụrụ agụụ.
51. Nwata na-ebe akwa na-enyeghị ya akịilu ndị tara ata kedụ otu ihu dị ha.
52. E buru ozu dike gazuo ebe ọ kpara ike o rekaa n'abọ.
53. Igwurube buru uru ya abịarala m.
54. Agụụ bịa, ọrịa bịa, ọnwụ adịzịa onye ụbịam ka okpu eze.
55. Onye amaghị onye karịrị ya anaghị ama onye ọ karịrị.
56. Mba mekarịa arụ, ọ bụrụ omenaala be a.
57. Ọ bụghị ụbọchị e gbuturu osisi ka a na-akpa ya nkụ.
58. Ngwere nyụchaa nsị ọ nyụnyeghị ya nzu ọ naghị adị ka nsị ngwere.
59. Ọ bụghị ụbọchị nwatakirị kwafuru mmanụ ka a na-eti ya ihe kama ọ bụ ụbọchị ọ kwafuru oguru akwụ.
60. Ebe ọkụ nyụrụ a wụsa ọwa.

## N. AKPAÀLÀ OKWŪ (IDIOMS)

**Akpaalaokwu** bụkwa okwu nka ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. Ọ na-adị na nkebiokwu maọbụ na nkebiahịrịokwu. Mana nkebiokwu ya na-adị n'ime ahịrịokwu ma e were ya mewe okwu. Ndị Igbo ji akpaalaokwu amata onye maara ihe nke ọma. N'ihi ya o kwesịrị ka onye ọbụla bụ nwaamala Igbo, ma onye ọbụla na-amụ asụsụ na omenaala Igbo mụta nke ọma ihe bụ akpaalaokwu na otu e si eji ya ekwu okwu n'asụsụ Igbo.

Onye amaghị ihe bụ akpaalaokwu anaghịkwa ama mgbe e jiri ya kwuo okwu, o nwere ike ọ gaghị ama nkọwa ya, ihe ọ pụtara. Ọ bụrụ na onye maara asụsụ Igbo nke ọma achọghị ịkpọ okwu aha kpọmkwem ma ọ na-ekwu okwu, ọ na-eji akpaalaokwu akọwapụta nke ahụ. Akpaalaokwu na ilu abụghị

otu. Ha dịcha iche na nghọta ha. Mana ha abụọ bụcha okwu nka ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. Ilu na-adị n'ahịrịokwu zuru oke mana akpaalaokwu na-adị na nkebiokwu maọbụ na nkebiahịrịokwu. Ilu okwu ka akpaalaokwu ahịa ahụ na nghọta. A na-echemiri ilu echiche ime tupu e nye nkọwa ya. Mana akpaalaokwu, onye ọbụla maara ya na-ama nkọwa ya ozigbo e kwuru ya.

## NKỌWA AKPAALAOKWU

Ọ bụghị otu ahụ e siri kwuo akpaalaokwu ka nkọwa ya na nghọta ya na-adị. Ị gaghị esi otu ahụ i siri nụ ya were kọwaa ya. Ọ bụrụ na i mee otu ahụ, ị bụrụ ofeke. Iji maa atụ, ọ bụrụ na a sị gị kọwaa ahịrịokwu akpaalaokwu a:

***Ọ na-eme aka abụo.***

Ị gaghị enye nkọwa gị site na-ịsị,

***Ọ ji aka ya naabọ eme ihe.***
***O were nke a na-eme, o werekwa nke ọzọ na-eme.***

Nkọwa a abụghị ya chaa chaa. Ọ bụghị otu ahụ ka e si akọwa akpaalaokwu. Ọ bụ ya kpatara akwụkwọ a jiri sị gị na ọ bụghị otu ahụ i siri nụ ya ka ị ga-esi kọwaa ya. I kwesịrị inyetụ ya nwantakịrị echiche i were ghọta ihe akpaalaokwu dị n'ahịrịokwu ahụ na-akọwa. Ọ bụrụ na i mee otu a, ọ dịghị ihe ga-eme ka ị ghara inweta ya. N'ihi ya, i chebara ahịrịokwu akpaalaokwu ahụ a na-ekwu maka ya echiche, ị ga-enweta nkọwa ya. Nkọwa ya bụ nke a:

***Ọ na-ezu ohi.***

Ị hụla na nkọwa ya ahịaghị ahụ ọbụla. Ọ bụkwuazị otu ahụ ka nkọwa ndị ọzọ ga-esi were dị.

A ga-eleba anya n'ụfọdụ akpaalaokwu e nwere n'asụsụ Igbo ma nyekwa nkọwa ha n'otu n'otu iji were nyere gị aka. Ha bụ ndị a:

| **AKPAALAOKWU UFỌDỤ** | | **NKỌWA HA** |
|---|---|---|
| 1 | Itabi ome ji | Ime ihe jọrọ njọ. |
| 2 | Ịjụ anya oyi. | Itụ egwu na-ime ihe. |
| 3 | Ibochi mmadụ ọnụ (O bochiri ya ọnụ) | Ịsịgide mmadụ asị (Ọ sịgidere ya asị). |
| 4 | Obi ịkwụ anwụrụ (Obi ya na-akwụ anwụrụ). | Inwe obi ọjọọ (O nwere obi ọjọọ). |
| 5 | Igosi mmadụ azụ aka (Ọ na-egosi nwoke ahụ azụ aka). | Agwaghị mmadụ eziokwu. (Ọ naghị agwa nwoke ahụ eziokwu. Ọ na-aghọrị ya aghọrị) |
| 6 | Obi iji oji (Obi ya na-eji oji). | Inwe ajọ obi. (O nwere obi ọjọọ.) |
| 7 | Ịnupụ afọ (Ihe ahụ nupụrụ afọ) | Ihe adịghị mma, adịghị mma ọnụnụ. (Ihe ahụ adịghị mma. Ọ dịghị mma ọnụnụ) |
| 8 | Ọnya ịmata nkapị. (Ọnya ya matara nkapị) | Enwetaghị ihe ọ na-achọ. (O nwetaghị ihe ọ na-achọ) |
| 9 | Ile ajọ anya (Ọ na-ele ajọ anya) | Inwe echiche ọjọọ. (Ọ na-enwere ya echiche |

| | | |
|---|---|---|
| | | ọjọọ.) |
| 10 | Ọnụ ịdị n'ọkụ<br>(Ọnụ dị ya n'ọkụ) | Agụụ ịgụ.<br>(Agụụ na-agụ ya.) |
| 11 | Ịchị obi n'aka<br>(Ọ chị obi n'aka) | Iche uche<br>(Ọ na-eche uche. Uche erughị ya ala.) |
| 12 | Obi ịkpọ nkụ<br><br>(Obi kpọrọ nwoke ahụ nkụ.) | N'ekwetaghị arịrịọ niile a na-arịọ ya.<br>(Nwoke ahụ atụgharịghị obi n'arịrịọ a na-arịo ya.) |
| 13 | Ụwa ịsa aka<br>(Ụwa saara Nweke aka) | Ihe ịgara mmadụ nke ọma.<br>(Ihe na-agara Nweke nke ọma.) |
| 14 | Ime aka n'ọnụ.<br>(Uche gara ime aka n'ọnụ). | Iri ihe.<br>(Uche gara iri ihe) |
| 15 | Ịnya isi<br>(O ji mmá ya anya isi) | Ịkpa nganga. Ime ngala n'ihe ị maara eme.<br>(O ji mma ya akpa nganga, eme ngala.) |
| 16 | Anya ịka aka<br>(Anya kara m aka) | Atụghị egwu<br>(Egwu anaghị atụ m). |
| 17 | Agụụ ibe ntị<br>(Agụụ bere ha ntị ụnyahụ.) | Agụụ ịgụsi ike.<br>(Agụụ gụsiri ha ike ụnyahụ). |
| 18 | Ịta akwa ndụ.<br>(Ọ na-ata akwa ndụ). | Izuzu ezuzu.<br>(Ọ na-ezuzu ezuzu). |
| 19 | Ịta ntụ ọkụ. | Ịta oke ahụhụ. |

| | | |
|---|---|---|
| | (Nwakọ ataala akwa ndụ). | (Nwakọ ataala oke ahụhụ). |
| 20 | Anya erughị ala.<br>(Anya erughị nwata ahụ ala). | Akpachapụghị anya.<br>(Nwata ahụ anaghị akpachapụrụ ihe anya). |
| 21 | Ikwo ọdụ na-akpụ n'ala<br>(E kworo ya ọdụ ahụ ọ na-akpụ n'ala). | Ịkwụsị mmadụ ajọ omume ya.<br>(A kwụsịla ya ajọ omume ya ahụ). |
| 22 | Ịhịọ ọnụ<br>(Ịzụ ụmụaka ahịọla nwaanyị ahụ ọnụ) | Imesi ike<br>(Ịzụ ụmụaka emesiela nwaanyị ahụ ike). |
| 23 | Ịhụsi anya<br>(Emeka ahụsiela anya). | Ịta ahụhụ.<br>(Emeka ataala ahụhụ n'ije ahụ) |
| 24 | Ideji mkpịsị akwụkwọ.<br>(Chinwe dejiri mkpịsị akwụkwọ ya n'ule ahụ) | Ideta ihe nke ọma<br>(Chinwe detara ihe nke ọma n'ule ahụ). |
| 25 | Ịbụ ọkụkọ udummiri.<br>(Nwunye nwoke ahụ bu ọkụkọ udummiri). | Ịrịa oke ọrịa.<br>(Nwunye nwoke ahụ na-arịa ọrịa mgbe ọbụla). |
| 26 | Ịtakasị anya.<br>(Ahịhịa ahụ na-atakasị m anya ebe ahụ ọ dị). | Ịdị njọ n'ile anya.<br>(Ahịhịa ahụ dị m njọ n'anya ebe ahụ ọ dị). |
| 27 | Inwe ogologo akpịrị<br>(Uche nwere ogologo akpịrị.) | Ịsa oke ụsa.<br>(Uche na-asa oke ụsa) |
| 28 | Isi ịkpọ nkụ.<br>(Isi kpọrọ ya nkụ). | Ime isi ike.<br>(O na-eme isi ike. |

| | | |
|---|---|---|
| 29 | Ịkpụ iku anya. (Ngozi akpọula iku anya). | Ihere ịpụ mmadụ n'anya. (Ihere adịghị Ngozi n'anya ma ọlị). |
| 30 | Iji ntị chọọ mmadụ mma. (Ogbonna ji ntị chọọ mma) | Mmadụ ime isi ike. (Ogbonna na-eme isi ike nnukwu) |
| 31 | Ire ịdị nkọ. (Ire dị Amuche nkọ). | Ikwu oke ekwurekwu, ịgba asịrị. (Amuche na-ekwu oke ekwurekwu. Ọ na-agbatanwu asịrị.) |
| 32 | Ipu eze elu (Nwata ahụ epuola eze elu) | Ime arụ (Nwata ahụ mere arụ) |
| 33 | Ibu ọkụkọ ụzọ lakpuo ụra. (Nwokorobịa ahụ bu ọkụkọ ụzọ lakpuo ụra). | Ịnwụchu anwụchu. (Nwokorobịa ahụ nwụchuru anwụchu) |
| 34 | Anya ukwu (O nwere anya ukwu). | Oke ọchịchọ. (Ọ bụ onye oke ọchịcha) |
| 35 | Ịgba isi akwara. (Nwanna gbara isi akwara na-eme ihe ọ na-eme). | Ikacha ntị, isi ọnwụ. (Nwanna kachiri ntị na-eme ihe ọ na-eme). |
| 36 | Ogbenye ọnụ ntụ. (Nwankwọ bụ ogbenye ọnụ ntụ) | Enweghị ihe ọbụla. A hụghị tụtụrụ rachaa. (Nwankwọ ahụghị tụtụrụ |

| | | |
|---|---|---|
| | | rachaa. O nweghị ihe ọbụla). |
| 37 | Nkịta anaghị eri nsị ya. | Ọ naghị enyenwu mmadụ ihe. |
| 38 | Ike isi eriri.<br>(Nwata ahụ na-eke isi eriri mgbe ọbụla). | Isi ọnwụ.<br>(Nwata ahụ na-esi ọnwụ mgbe ọbụla) |
| 39 | Ịkọ ọkọ na ntị.<br>(Akụkọ ahụ na-akọ ọkọ na ntị). | Ihe adịghị mma ọnụnụ.<br>(Akụkọ ahụ adịghị mma ọnụnụ). |
| 40 | Ịta arụ ntị.<br>(Nna m tara m arụ ntị n'ụtụtụ taa.) | Igbanyere izu.<br>(Nna m gbanyeere m izu n'ụtụtụ taa). |
| 41 | Igosi mmadụ azụ aka.<br>(ibe na-egosi enyi ya nwaanyị azụ aka). | Agwaghị mmadụ eziokwu.<br>Ịghọrọ mmadụ aghụghọ.<br>(Ibe na-aghọrọ enyi ya nwaanyị aghụghọ. Ọ naghị agwa ya eziokwu). |
| 42 | Igbu mma n'okwute.<br>(Mbọ niile ahụ ị na-agba bụ mm aka ị na-egbu n'okwute). | Ime ihe lara n'iyi.<br>(Mbọ niile ahụ ị na-agba bụ ihe lara n'iyi). |
| 43 | Ite ure.<br>(Ada eteela m ure) | Imenye ihere<br>(Ada emenyela m ihere). |
| 44 | Ịgba ụgbọ nwamkpi. | Ịchụla mmadụ mgbe oge |

| | | |
|---|---|---|
| | (Nnaukwu nwata ahụ gbaara ya ụgbọ nwa mkpi). | ụla ya erubeghị. (Nnaukwu nwata ahụ chụlara ya ebe oge nwata ahụ ga-eji lọta erubeghị). |
| 45 | Ịhụsi anya. (Chiedu ahụsiela anya na be Amara). | Ịta ahụhụ. (Chiedu ataala oke ahụhụ na be Amara). |
| 47 | Isi ịnụ ọkụ. (Isi na-anụ ụmụaka ahụ ọkụ.) | Ịghọta ihe ọsọ ọsọ. (Ụmụaka ahụ na-aghọta ihe ọsịịsọ.) |
| 48 | Iri anụ onwe n'ọnụ. (Ebere na-eri anụ onwe ya n'ọnụ na be di ya). | Ịta oke ahụhụ. (Ebere na-ata oke ahụhụ na be di ya. |
| 49 | Ime aka ntụtụ. (Ọ na-eme aka ntụntụ). | Izu ohi. (Ọ na-ezu ohi). |
| 50 | Ntị ike (Nwata ahụ nwere ntị ike). | Adịghị erube isi. (Nwata ahụ anaghị erube isi.) |
| 51 | Ịta aja mmụọ. (Ndị gboo tara aja mmụọ.) | Ịta oke ahụhụ. (Ndị gboo tara oke ahụhụ) |
| 52 | Ịkpọ ekwo nkụ. (A sị ya agala, ọ kpọọ ekwo nkụ gawa.) | Isi ọnwụ. (A sị ya agala, o sie ọnwụ gawa.) |

## Ń. ỤKABỤILU

Ụkabụilu bụ ilu e tinyere na nwatakịrị akụkọ. Ọ bụ obere akụkọ ndị Igbo na-akọ n'ụzọ ilu ijiri kọwaa maọbụ chọọ okwu mma. Ụkabụilu bụkwuazị nkà okwu ndị Igbo ji akọwa okwu ha. A na-akọ akụkọ ụkabụilu, a na-ege ntị nke ọma ka a mara ihe akụkọ ahụ na-achọ ịkọwa. Ọ bụrụ na a kọchaa akụkọ ụkabụilu, ọ ga-enwerịrị ihe kpatara e jiri kọọ ya.

A naghị akọ akụkọ ụkabụilu ka e were kpaa ọchị maọbụ ka e were mee obi aṅụrị. Ọ bụghị akụkọ ọ na-abụ a na-akọ a na-egere naanị ngere na ntị, n'echebaghịrị ihe ahụ a na-akọ maka ya echiche ime nke ọma. Ọ bụ naanị ofeke na-ewere ụkabụilu dị ka akụkọ e ji eme mmadụ obi aṅụrị. Ụkabụilu ọbụla a kọrọ nwere ihe kpatara e jiri kọọ ya. O nwekwara nghọta pụrụ iche ọ chọrọ i ji akụkọ ahụ were zipụta.

Ụkabụilu dị iche n'ilu Igbo. Ụkabụilu na-adị n'obere akụkọ, mana ilu Igbo na-adị n'ahịrịokwu, ebe akpaalaokwu na-adị na nkebiokwu, maọbụ na nkebiahịrịokwu. Ngọta ụkabụilu abụghị ihe nkọwa ya siri ike nke ukwuu. Ọ bụrụ na i chee echiche nke ọma n'obere akụkọ ụkabụilu a kọrọ, ọ dịghị ihe ga-eme ka ị ghara ịghọta ya. A na-eji okwu a na-ekwu tupu e webata akụkọ ụkabụilu were mara ozigbo ihe bụ nkọwa ya n'ihi na ọ dịghị mgbe nkọwa ya ga-adị iche n'okwu ahụ a na-ekwu. Nkọwa ya na nghọta ya ga-adabarịrị na nghọta na nkọwa okwu ahụ a na-ekwu.

Ọ bụrụ na gị na mmadụ na-akparịta ụka, onye ahụ kwukata okwu were banye n'ime nwantakịrị akụkọ iji were mee ka ihe ahụ ọ na-akọrọ gị doo gị anya, ọ bụ site n'akụkọ ahụ unu na-

akọ ka ị ga-esi mata maọbụ ghọta nke ọma ihe ụkabụilu ahụ o webatara na-akọwa. Onye ọbụla ji ụkabụilu ekwu okwu na-emekwa ka a mara na ọ bụ ụkabụilu ka o jiri kwuo okwu. Ọ na-eme nke a site n'ịkọwa na obere akụkọ ọ kọrọ iji kọwaa okwu ya nke ọma bụ **ụka** ma bụrụkwa **ilu.** Oge o ji ekwu nke a bụ mgbe ọ kọchara akụkọ ụkabụilu ahụ. Site n'ikwu nke a ka onye na-ege ntị ga-ejikwuazị mata na ọ bụ ụkabụilu bụ obere akụkọ ahụ a kọrọla.

Ọ bụghịkwa akụkọ ọbụla ị nụrụ na-abụ ụkabụilu. Gbaa mbọ ka obere akụkọ ị chọrọ iwebata n'okwu ị na-ekwu dị ka ụkabụilu n'okwu mgbe ọ ga-adaba nke ọma. Kwuo ya mgbe ọ ga-enye ihe ị na-ekwu ezigbo nkọwa ma nwekwuazị ngọta pụrụ iche.

### (i) ỤFỌDỤ ỤKABỤILU NA NKỌWA HA

Ọ bụrụ na a nyụchaa nsị a kapịaghị ya ọnụ, ọ bụrụ otoro. N'ihi nke a, ọ ga-abụ ihe kwesịrị ekwesị ka e depụta ụkabụilu ụfọdụ e nwere n'asụsụ Igbo ma nyekwuazị nkọwa ha. Ụkabụilu ndị a ga-edepụta bụ iji nyere gị aka ị mata nke ọma ihe bụ ụkabụilu na otu nkọwa ya na-adị. Ị ga-esizi n'ihe ịmaatụ ndị a were chọpụta ụkabụilu ndị ọzọ e nwere.

### ỤKABỤILU

1. Icheoku gara na nke dibịa ka ọ gbaara ya afa ka ọ mara ihe o ji abụ ọ mụọ nwa, nwa ya anwụọ. Dibịa were malite gbawara icheoku afa. Ọ chịrị mkpụrụ afa ya wụọ n'ala, otu n'ime mkpụrụ afa ahụ tụọ icheoku n'ọnụ. Dibịa lee icheoku anya, fee n'isi were sị icheoku na egwu dịkwa na ihe ọ hụrụ karịrị ya. Icheoku were sị ya ọ

mara ihe ahụ ọ hụrụ ya kwuo ya. Ọ bụrụ ihe ga-eri isi mmadụ, ọ gwa ya na ọ ga-eme ya mmaji kwuru mmaji. Dibịa kwee n'isi were malite ịgbara icheoku afa. Ka ọ wụrụ mkpụrụ afa ya nke ugboro abụọ n'ala, mkpụrụ afa tụliekwa elu ọzọ daa icheoku n'ọnụ. Dibịa ahụ tie sị icheoku ma ije nke a ma a ga-ejekwa ya eje, na ihe ọ na-ahụ n'afa ahụ ekweghị ya okwukwu. Icheoku sị dibia ọ mara otu ọ ga-esi kwuo ya, o kwuo ya ka ọ nụ n'ihi na o nweghị ihe ntị nụrụ chie. Dibịa were kwee n'isi sị ya na nsogbu adịghị, ka ọ nwakwaa ọzọ. ka dibịa chịlitere mkpụrụ afa ya wụọ n'ala nke ugboro atọ, mkpụrụ afa tụọkwa icheoku n'ọnụ nke ugboro atọ. Dibịa were mkpụrụ afa ndị ahụ o ji were na-agbara icheoku afa chịsa, were sị icheoku na ọ gbachaalara ya afa, na ọ ga-ege ntị ka ọ nụ ihe ọ gbatara n'afa. O were sị icheoku na ihe na-eme ya si ya n'ọnụ.

**NKỌWA ỤKABỤIKU AHỤ**

1. Nkọwa ụkabụilu aha kọrọ bụ na ọtụtụ mgbe ọ bụ anyị na-eji aka anyị akpatara onwe anyị ihe na-eme anyị.

**ỤKABỤILU**

2. Udele ghụcara ahụ were jụọ ụmụnna ya kedụ ka ọ dị ugbua, ụmụnna ya were zaa ya sị na ọ bụ ugbua ka njọ malitere rịwa ibe ya elu.

**NKỌWA ỤKABỤILU AHỤ**

2. Nke a na-akọwa mmadụ ime ihe ọjọọ karịa otu o si eme na mbụ.

**ỤKABỤILU**

3. Otu nwa mmụọ na-achọ mmadụ. O were pụta n'ụzọ were hụ ozu nwụrụ anwụ, o were tie, **Ehee** na ije eberelaa ya nkenke.

**NKỌWA ỤKABỤILU**

3. Nke a pụtara mmadụ inweta ihe ọ na-achọ na ntụmadị, n'atụghị anya ya.

**ỤKABỤILU**

4. Mbekwu nwa anịga ka ụmụnna ya bịara ịkpụrụ n'ihi na o nwere ihe o mere. Ka ụmụnna ya batara na be ya ka ha kpụrụzịa ya pụọ, mbe rịorọ ha ka ha chetụ nwantakịrị n'ihi na o nwere ihe ọ chọrọ ịgwa ha. Ha kwetara n'ihe mbe gwara ha n'ihi na ha sị na o nweghị mgbe mbe ga-agbanahụ ha. Ha niile kwụrụ na-ele mbe ka ha mara ihe ọ chọrọ ime. Mbe wakwa ọgọdọ ya. Ka ọ wakwachara ọgọdọ ya, o were ụkwụ ya abụọ na aka ya abụọ malite bọkasịwa ala. Ụmụnna ya na-ele ya ka ha mara ihe bụ uche mbe n'ihe ahụ ọ na-eme. Ka mbe bọsachara ala, o were gwa ụmụnna ya sị ha na ha mara ebe ha ga-akpụrụ ya gaa, ha kpụrụzịa ya gawa n'ihi na onye ọbụla bịara ebe ahụ, ga-ama na nwoke na ibe ya mere ihe.

**NKỌWA**

4. Nkọwa ụkabụilu ahụ were bụrụ na amaka mmadụ ahala (otu mmadụ ahala), e lelịkwala ya anya n'ihi na o nwere

ihe ọ ga-emenwu. Maka ọ bụ e lelịa nwa ite ọ gbọnyụo ọkụ.

**ỤKABỤILU ỤKABỤILU AHỤ**

5. Ọ̀kpọ̀ro (ụdịrị agwọ) si n'elu daa n'ala ebe ngwụrọ gwọkọ, ngwụrọ were sị okporo ya biko chọọ otu akụkụ gwọkọrọ n'ihi na ya enwerela akụkụ ebe ahụ ya nọ, na ọ dịghị ya nke ịgba ọsọ.

**NKỌWA ỤKABỤILU AHỤ**

5. Onye ọbụla nsogbu bịàrà anaghị agbata ya n'ọsọ. Naanị ihe ị ga-eme bụ ịchọwa ụzọ nsogbu ahụ ga-esi laa.

**ỤKABỤILU**

6. Onye nchiche na onye ekpenta gara ọrụ n'ugbo. Ha rụkata ọrụ, onye ekpenta sị onye nchiche, ya mee ngwa ngwa ka ha laa ka ihe nghọrọ ghara ịghọrọ ha. Onye nchiche were sị onye ekpenta ekwuzila maka ihe nghọrọ n'ihi na ọ bụ ha bụ ihe nghọrọ.

**NKỌWA ỤKABỤILU AHỤ**

6. Ụfọdụ ndị na-ekwu maka ihe ọjọọ mgbe ọbụla mana ọ bụ ha na-akpata ya bụ ihe ọjọọ ha na-ekwu maka ya. Ọ bụghị onye na-eme ihe adịghị mma, ọ tụgharịa na-asị na ihe na-emebi.

**ỤKABỤILU**

7. N'otu obodo ka eze ha ziri ozi ka a kpọkọọ ụmụnwaanyị ha niile a na-alụ alụ n'ihi na o nwere ozi dị mkpa a

chọrọ ka e zie ha. Ka oge e jiri kpọọ oku ahụ ruru, ụmụnwanyị niile a na-alụ n'obodo ahụ gbakọo n'ama ebe a kpọrọ ha oku, dịka ndị obodo ha siri chọọ. Eze obodo ha gwa ha na ihe kpatara e jiri kpọkọọ ha bụ ka a gwa ha na o nweghịzi onye ọbụla n'ime ha a chọrọ ka o si na be di ya pụọ apụ. Na a chọghị ka a na-ahụzi onye ọbụla n'ime ha n'ezi. Na ọ bụ naanị n'ime ụlọ ebe a na-alụ ha ka ha ga na-anọ. Ka eze kwuchara okwu ahụ, otu agadi nwaanyị welie aka ya elu na o nwere ihe ọ chọrọ ka o kwuo. E were sị ya kwuo. O were sị na oku a a kpọrọ ha dị mma, kama na ọ chọrọ ka ha mata na onye ọbụla achọghịkwa ka ewu ya na-akpapụ akpapụ, ga-agba mbọ na-ahụ na ọ na-akpatara ya nri. Na ọ bụghịkwa maka ya n'ihi na ọ bụrụla agadi nwaanyị. Na ihe ọ na-ekwu bụ maka ụmụagbara nwaanyị ndị ọzọ.

**NKỌWA ỤKABỤILU AHỤ**

7. Tupu mmadụ emewe ihe, maọbụ chọọ ime ihe, o kwesịrị ịma ma ọ ga-emenwukwa ihe ahụ ka ọ ghara ịgbaji ya aka. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara ndị Igbo ji atụ ilu were na-asị na tupu mmadụ eloo mkpụrụ ụdara, o kwesịrị ka ọ mara otu ike ya ha.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ
## NDỊICHE DỊ N'ETITI ILU NA AKPAALAOKWU

Ilu na akpaalaokwu bụcha nkà okwu ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. Nke ọbụla n'ime ha abụọ nọcha n'ụdị ya. Ha abụghị otu ihe na nghọta. Ọ bụ eziokwu na ha bụcha nka okwu, mana ha dịcha iche n'ibe ha. Ọ bụ ihe ndị ahụ mere o jiri dịcha iche n'ibe ha ka a ga-ewepụta ma depụtakwa. Ụfọdụ ndịiche dị n'etiti ilu na akpaalaokwu bụ ndị a a ga-edepụta ugbua.

Otu n'ime ndịiche dị n'ilu na akpaalaokwu bụ na na ilu na-ahịa ahụ na nghọta karịa akpaalaokwu. Ọ bụghị otu e siri ghọta akpaalaokwu na-enweghị nhịahụ ọbụla ka a ga-esi ghọta ilu. Ọ bụghị onye ọbụla n'ala Igbo na-ama maka ilu. Onye ọbụla maara ilu bụ onye a maara dị ka onye ńụjuru mmiri ara nne ya, afọ. Ofeke anaghị ama maka ilu n'ala Igbo. Onye echebaghị echiche ime nke ọma anaghị aghọta ilu. Onye amaghịkwanụ maka ilu anaghị atụ ilu. Mana, ọ dịghị otu ahụ n'akpaalaokwu.

Ọzọ dị ka ibe ya bụ na a na-atụ ilu atụ. A naghị ekwu ya ekwu maọbụ kọọ ya akọ. A naghị atụ akpalaaokwu atụ dị ka e si atụ ilu. Ịtụ ilu bụ ijikọta ọnụ mkpụrụokwu ndị kwesịrị ịbịakọ ọnụ, iji were wepụta ọkpụrụkpụ nghọta dị n'ihe a na-ekwu maka ya ma na-arụtụkwa aka n'ebumnuche e jiri kwuo ya bụ okwu. Mana ụdịrị ọnọdụ dị otu a adịghị n'akpaalaokwu n'ihi na ọ bụ okwu okwukwu ka a na-ekwu akpaalaokwu. A naghị atụ ya atụ dị ka ilu.

Ilu dị ka anyị maara na-abụ ahịrịokwu zuru oke. Ilu na-amalite na mbido ahịrịokwu were ruo na ngwụcha ahịrịokwu. Mkpụrụokwu maọbụ okwu ọbụla dị n'ilu so were mebe

ahịrịokwu ilu. Mkpụrụokwu ọbụla e wepụrụ n’ilu okwu ga-eme ka ilu okwu ahụ rie mperi n’ihi na nghọta ya dị ka ilu agaghịzi ezu oke. Mana akpaalaokwu na-adị n’ime okwu maọbụ ahịrịokwu. Ọ bụghị ahịrịokwu nke akpaalaokwu dị n’ime ya bụcha akpaalaokwu. Akpaalaokwu anaghị amalite na mbido ahịrịokwu. Akpaalaokwu na-anọ dị ka nkebiokwu maọbụ nkebiahịrịokwu n’okwu maọbụ ahịrịokwu ọ hụrụ onwe ya na ya. Mana ọ dịghị otu ahụ n’ilu.

Ilu na-adị n’ogologo okwu mana akpaalaokwu na-adị na nkenke okwu. Ọ bụghị otu ilu si eto ogologo ka akpaalaokwu si eto. Ọ ga-adịkwa mma ka anyị ghọta na ọ bụ otu ahụ ilu si adị ogologo n’okwu ka nkọwa ya sikwa adị ogologo. Ọ bụkwa otu ahụ akpaalaokwu si adị nkenke n’okwu ka nghọta ya sikwa adị nkenke. Ilu na-akọwa karịa otu e si elegara ya anya. Mana ọnọdụ dị otu a adịghị n’akpaalaokwu n’ihi na ọ bụ otu ọ ha ka nkọwa ya na-aha.

Ndịiche ọzọ kwa a ga-elebara anya dịkwa n’etiti ilu na akpaalaokwu bụ na ebe a na-eji ilu akọwa ilu, a naghị eji akpaalaokwu akọwa akpaalaokwu. Ọ bụrụ na a tụọ ilu, e nwekwara ike iji ilu ọzọ were wepụta nkọwa ilu ahụ a tụrụ. Mana e nweghị mgbe a ga-eji akpaalaokwu were kọwaa akpaalaokwu n’ihi na olileanya na nkọwa akpaalaokwu na-abụ ka e tiwaa akụ oyibo Nsugbe.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ATỌ
## MYIRI DỊ N’ETITI ILU NA AKPAALAOKWU

E deela maka ndịiche dị n'etiti **Ilu** na **Akpaalaokwu**. Nke a ga-elebazi anya na ya ugbua bụ **Myiri** dị n'etiti ilu na akpaalaokwu. E nwere myiri dị n'etiti ha abụọ. Ọ bụ ha ka a ga-eleba anya ugbua.

Otu n'ime myiri dị n'etiti Ilu na Akpaalaokwu bụ na ha abụọ bụ nkà okwu. Ọ bụ otu ndị Igbo si were na-eji ilu achọ okwu ha mma ka ha sikwa ejiri akpaalaokwu achọkwuazị okwu mma. Ọ bụ otu ilu si eme ka okwu kaa aka ma kwụrụkwa chịm n'asụsụ Igbo ka akpaalaokwu sikwuazị eme n'okwu n'asụsụ Igbo.

Ọzọ kwa dị ka ibe ya bu na ọ bụ otu ahụ e si akọwa ilu ka e were ghọta ya nke ọma ka e sikwuazị akọwa akpaalaokwu. Ọ bụrụ na a tụọ ilu maọbụ kwuo akpaalaokwu, nghọta ha na-adị n'ime ha. Ọ bụghị otu ahụ e siri kwupụta ha ka nghọta ha dị. Ọ bụghịkwa otu e siri depụta ha ka nghọta ha siri dị. Ọ bụ naanị onye maara maka ha na-aghọta ihe okwu ha na-akọwa. Onye amaghịkwanụ maka ha bụ nkọwa ka a na-akọwara ya ihe ha na-ekwu maka ha.

Tupu a tụo ilu maọbụ kwuo akpaalaokwu, a na-ekwu ha n'ụzọ dabara adaba nke ọma. Ọ bụrụ na a chọọ iji ha kwuo okwu maọbụ were ha dee ihe, a ga-agba mbọ hụ na ha dabara na nke ọbụla a chọrọ iji ha were mee. Onye ọbụla chọrọ iji ilu kọwaa onwe ya n'okwu, ọ ga-agba mbọ tụo ilu dabara n'okwu ọ na-ekwu. Onye chọkwaranụ iwebata akpaalaokwu n'okwu ya ga-agbakwa mbọ webata akpalaaokwu dabara n'okwu ya.
Myiri ọzọ kwa dị n'etiti ilu na akpaalaokwu akwụkwọ a ga-eleba anya bụ na ilu na akpaalaokwu abụghị maka ofeke. Ilu na akpaalaokwu bụ maka ndị ṅụjuru ara nne ha afọ. Onye amaghị

maka ilu anaghị atụ ilu. Onye amaghịkwanụ maka akpaalaokwu anaghị ekwu ya. Ilu na akpaalaokwu bụcha okwu ndị nke e mebere maka ndị maara ekwu okwu nka n'asụsụ Igbo. Ilu na akpaalaokwu abụghị okwu nkà a na-ekwu otu onye siri chọọ. Ha na-enwe usoro ma nwekwuazị otu kwesịrị ka e si were na-ekwu ha.

N'ala Igbo, e ji ilu na akpaalaokwu amata onye isi ya na-aghọ nkọ. Dị ka e siri kọwaa na mbụ, ilu na akpaalaokwu abụghị maka onye amaghị ihe. Ndị be anyị na-ahụta onye maara ilu na akpaalaokwu nke ọma, dị ka onye ụbụrụ ya na-anụ ọkụ. Onye ụbụrụ ya akwụghị gem anaghị atụ ilu. Ụdịrị onye dị otu ahụ anaghịkwa aghọta ilu ma a tụọ ya. Otu ahụ kwa ka o siri dị n'okwu akpaalaokwu. Onye ụbụrụ ya anaghị aghọ nkọ anaghị ama otu e siri ejiri akpaalaokwu were na-ekwu okwu n'asụsụ Igbo. Ụdịrị onye ahụ anaghịkwa aghọta akpaalaokwu maọbụ ghọta ihe ọ na-akọwa ma ọ nụ ya.

O kwsịkwara ka anyị mata na o nweghị onye ọbụla a mụrụ were mụo ya na ilu na akpaalaokwu. Ọ bụ otu e si amụta ilu ka e sikwuazị amụta akpaalaokwu. Ha abụọ bụcha mmụta ka a na-amụta ha. Onye mụta ha, ọ mara ha. Onye amụtaghị ha anaghị ama ha. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara ndị Igbo jiri sị na ọ bụ onye tọọ ntị n'ala, ọ nụ ụya agbịsị. Maka na ọ bụ nwa ewu gbuo ikpere naabọ n'ala, ọ ńụọ nne ya ara. N'ihi na ọfọ bụ ọkpụkpụ nna tafọọrọ nwa.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ANỌ
## NDỊICHE DỊ N'ETITI ILU NA ỤKABỤILU

Ihe ọzọ akwụkwọ a ga-eleba anya bụ ndịiche dị n'etiti ilu na ụkabụilu. Ilu na ụkabụilu abụghị otu. Ha nwere ihe ndị mere ha jiri dị iche n'etiti onwe ha. Ihe ndị ahụ mere ha jiri dị iche ka a ga-elebazi anya.

Otu ndịiche a ga-ebu ụzọ lebagodu anya bụ na ilu na-adị n'ogologo ahịrịokwu mana ụkabụilu na-adị n'ụdị akụkọ. Ilu na-abụkanarị otu ahịrịokwu mana ụkabụilu na-abụ akụkọ nke ọtụtụ ahịrịokwu mejupụtara. Akụkọ ụkabụilu na-eto ogologo karịa ahịrịokwu ilu.

Ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ na a na-atụ ilu atụ mana a na-akọ ụkabụilu akọ, dị ka akụkọ. A naghị akọ ilu akọ. Ọ bụ ọtụtụ ka a na-atụ ya. A naghịkwa atụ ụkabụilu atụ, ọ bụ ọkụkọ ka a na-akọ ya. Nke ọbụla n'ime ha nwere usoro e si ekwupụta ya. Nke e kwupụtaghị otu kwesịrịnụ bụ nke adabaghị nke ọma, ma bụrụkwa nke a gaghị eji mere ihe.

Ilu bụ nka okwu a na-aghọta ozigbo a tụrụ ya mana ụkabụilu bụ nke a na-aghọta ma a kọchaa akụkọ ọ dị n'ime ya. Ilu na-abụ ọ kwụrụ, nghọta dị n'ime ya esoro ya kwụrụ. Nghọta dị n'ilu na-akwụpụtakwa n'ụdịrị ahịrịokwu dị ka ilu si were dị. Onye maara ilu, hụ ilu maọbụ nụ ilu, ọ na-amata ihe ọ pụtara ozigbo. Mana a naghị esi otu ahụ amata nkọwa ụkabụilu n'ihi na tupu a mata nkọwa ụkabụilu, a ga-eche ka akụkọ nghọta ya dị n'ime ya ruo n'isi njedebe.

Ndịiche ọzọ bụ na ọ bụ site n’okwu e ji ilu were kwuo ka e si amata nghọta ya na kwa ihe ọ na-arụgara aka; mana ọ dịghị otu ahụ n’ụkabụilu. Ọ bụ site n’akụkọ ụkabụilu ka e si enweta nkọwa ụkabụilu ma na-amatakwa ihe ọ na-arụgara aka. Ọ bụ onye ghọtara akụkọ ụkabụilu na-aghọta nkọwa ya. Ọ bụ onye ghọtara okwu e ji ilu were chọọ mma na-aghọta ihe ilu ahụ na-akọwa.

Ọ bụrụ na a kọchaa akụko ụkabụilu, a ga-egosipụta na ọ gwụla bụ ihe a na-akọ site n’ịsị na **‘nke a bụ ụka, ma bụrụkwa ilu’** Mana ọnọdụ dị otu a adịghị n’ilu. A naghị emechi ilu otu e si emechi ụkabụilu. Ọ bụrụ na a tụọ ilu, ọ naghị enwe ụzọ dị aghaa e ji emechi ya dị ka o siri dị n’ụkabụilu.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ISE
## MYIRI DỊ N’ETITI ILU NA ỤKABỤILU

E lebala anya na ndịiche dị n’etiti ilu na ụkabụilu. Nke a ga-elebazi anya ugbua bụ myiri dị n’etiti ilu na ụkabụilu.

Ilu na ụkabụilu bụcha okwu nka ndị Igbo ji achọ asụsụ ha mma. Ọ bụ otu ahụ ndị Igbo ji ewere ilu were na-eti okwu ha ịgba ka ha sikwuazị ewere ụkabụilu were na-eme ka okwu ha bụrụ kpoo ma kwụrụkwa chịm. Okwu  Igbo ọbụla e ji ilu maọbụ ụkabụilu were ghụọ ahụ na-abụ sọ mma ma tọgbọrọkwa ka okporoụzọ. Ilu maọbụ ụkabụilu na-edozi okwu nke ọma ma mekwaa ya ka ọ daa ụda.

E nwere ike iji anụọhịa, mmụọ, mmadụ, osisi maọbụ ahịhịa were tụọ ilu. Ọ bụkwuazị otu ahụ o siri dị n’ụkabụilu. E nwere ike iji mmadụ, anụọhịa, osisi, ahịhịa, ozu maọbụ mmụo were mere akụkọ ụkabụilu. A na-eji ihe ndị a were na-ezipụta akụkọ na-egosipụta ụkabụilu. Ọ bụkwuazị otu ahụ ka o si were dị n’ebe ilu dị.

Ilu na ụkabụilu bụcha okwu nka ndị Igbo ji akọwa onwe ha ma ọ bụrụ na ha achọghị ka ofeke ghọta ihe ha na-ekwu maka ya. Ilu maọbụ ụkabụilu bụ nke onye maara maka ha na-aghọta. Mana onye amaghị ihe nọrọ ebe e kwuru ha, ọ naghị aghọta ihe a na-ekwu maka ha. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji were na-ekwu na-asị na ofeke anaghị ama mgbe e kere nkụ ụkwa.

Ọ bụ otu ahụ e si akọwa ilu ka e sikwuazị akọwa ụkabụilu ka a ghọta ya. Otu ahụ ilu si were nwee ihe ọ na-akọwa, ma nwekwuazị nghọta dị n’ime ya, ka ụkabụilu siri were nwee ihe ọ na-akọwa ma nwekwuazị nghọta dị n’ime ya. Ọ bụghị akụkọ

ahụ e jiri ụkabụilu kọọ bụ nghọta ụkabụilu. O nwere ihe e jiri maka ya were kọọ akụkọ ahụ. N'ihi nke a, o nwere ihe akụkọ ahụ na-akọwa. Ọ bụ ihe ahụ ọ na-akọwa bụ nghọta dị n'ime akụkọ ahụ.

Ọ bụkwa onye maara ụkabụilu na-akọ ụkabụilu. Ọ bụkwa onye maara maka ilu na-atụ ilu. Onye amaghị maka ilu maọbụ ụkabụilu ekwesịghị ikwu maka ha. Ọ bụghị ihe ọbụla a hụrụ ka e ji atụ ilu. Ọ bụghịkwa ihe ọbụla a hụrụ ka e ji eme akụkọ ụkabụilu. Ma ilu, ma ụkabụilu, ha nwechara usoro a na-agbaso ma a na-ekwupụta ha. Ilu maọbụ ụkabụilu bụ nke a na-agbaso usoro ndị Igbo wepụtara banyere ha ma a na-ekwupụta ha.

Ndị Igbo ji ilu maọbụ ụkabụilu were na-akụziri ndị nke ha amamihe. E si n'ilu were na-eme ka amamihe ndị Igbo bụrụ ihe tọrọ atọ ma dịrịkwa ọkpụtọrọkwụ. Onye ọbụla ji ilu maọbụ ụkabụilu were too, na-ejupụta n'amamihe ma bụrụkwa onye e ji okwu ya eme ihe n'ala Igbo. Ụdịrị onye dị otu ahụ bụkwa onye a na-ahụta dị ka onye ụbụrụ ya na-aghọ nkọ. Onye ọbụla jikwanụ ilu maọbụ ụkabụilu ekwu okwu bụkwa onye a na-enye ùgwù na nsọpụrụ.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ISII
## ASỊNIILU (WELLERISMS)

Asịniilu so n’otu n’ime atụmatụ okwu nkà dị iche iche e nwere n’asụsụ Igbo. Asịniilu bụ okwu nka na-eyitebe ilu mana ọ dị iche n’ilu. Mana ya na ilu bụcha okwu nka ndị Igbo ji edozi okwu nke ọma.

Asịniilu bụ okwu nkà n’asụsụ Igbo nke a na-ekwupụta na ọ bụ ihe sịrị ya. Okwu asịniilu na-enwerịrị ihe ọ bụ ya kwuru ya, ihe ọ bụ n’ọnụ ya ka e siri nụ ya bụ ihe e kwuru. Asịniilu anaghị atọgbọrọ onwe ya na-enweghị ebe a sịrị na o siri pụta. Tupu okwu abụrụ asịniilu, a ga-enwerịrị onye maọbụ ihe kwuru ya. Ọ bụ ihe ahụ onye ahụ maọbụ ihe ahụ kwuru, ka ndị Igbo ga-ejizi na-eme okwu site n’ikwuwapụta kpọmkwem otu onye ahụ maọbụ ihe ahụ, siri kwuo ya. Ọ ga-abụkwa ihe kwesịrị ekwesị ka anyị mata nke ọma na asịniilu na-akwụpụta n’ụdị **Okwuozi**. Maka na ọ bụ otu ahụ ihe ahụ siri kwuo ya ka a ga-esi kwupụtakwa ya.

Ọtụtụ asịniilu bụ ndị nke e si n’ọnụ anụmanụ dị iche iche were nụ. Ọtụtụ n’ime ha kwanụ bụkwa ndị nke si n’ọnụ mmadụ maọbụ n’ọnụ ndị mmụọ were pụta. E nwere ọtụtụ asịniilu n’asụsụ Igbo. A ga-edepụta ụfọdụ n’ime ha iji were mee ka nkọwa ihe a na-ede banyere asịniilu doo anya nke ọma.fọdụ n’ime asịniilu ndị ahụ e nwere na nkọwa ha bụ ndị a na-esota:

| ASỊNIILU ỤFỌDỤ | | NKỌWA HA |
|---|---|---|
| 1 | Ahụhụ sịrị na ọ maara otu ọ ga-adị ya n’udummiri na ọ bụ | O kwesịrị ka mmadụ na-adị nkwadobe maka |

| | | |
|---|---|---|
| | ya kpatara o jiri were ọkochị were kpakọba ihe ọ ga-eri | echi |
| 2 | Mbe sịrị na ọ bụ ọsọ su, ọ zọgbuo nwanyị dị ime, mgbe ọsọ suru ndị nwere ụkwụ were zọgbuo nwaanyị dị ime nke meziri ka e jide mbe. | Mmadụ kwesịrị ka ọ na-ejide ọnụ ya aka. Ọ bụghị ihe ọbụla masịrị onye o kwuo n'agbanyeghị ihe okwu ya ahụ ga-apụta. |
| 3 | Ọkụkọ sịrị na ihe o ji alakpu ụra abụghị na afọ ejula ya kama na ọ bụ maka na chi ejiela. | Mkpa na ihe omume a ga-eme anaghị agwụ agwụ. |
| 4 | Ọkụkọ sị na ọ bụrụ na a kụwa ekwe ọjị ọ gbachi nkịtị n'ihi na o nweghị eze ọ ga-eji taa ọjị. | O kwesịghị ka mmadụ tinye aka mọbụ buru onwe ya tinye n'ihe o nweghị uru ọ ga-abara ya. |
| 5 | Akịdị sịrị na ụra kwere izu abụrụla ọnwụ. | Ihe ọbụla Chukwu kere nwere oke ya. Ihe ọbụla gafere otu e siri chọọ ya adịghịzi mma. |
| 6 | Eluigwe sịrị na ụmụ abụọ ọ mụtara enweghị nke dị ụwa mma. Mmiri zowe a sị na o zogbuo mmadụ, anwụ chawa | O nweghị otu e siri mee ụwa e metara ụwa. E mee n'elu, okwu, e mee n'ala, nsogbu. |

| | | |
|---|---|---|
| | a sị na ebelebe egbuo. | |
| 7 | Oke sịrị na onye hụrụ ya na-akụ ya isi n'ala, ma o nwere mgbe ọ gwara ya na ọ bụ ọkamgba. | Onye emegidela onye o nweghị ihe ọbụla o mere. |
| 8 | Ugoloọma sịrị na ihe kpatara o ji ebe n'elu osisi kpọrọ nkụ bụ maka mma ha abụọ dị mgbe osisi ahụ dị ndụ. | Ihe ọma mmadụ meere ibe ya anaghị ala n'iyi n'ihi na ọ bụrụ na e chetaghị ya taa, e cheta ya echi. |
| 9 | Ọjị sịrị na ihe na-ewe ya iwe bụ na ọ na-abụ a tachaa ya a asịkwa na ọjị adịghị. | O nweghị mgbe ọ ga-abụ e were ihe gbochaa mkpa ihe ahụ adịkwa. |
| 10 | Ururu sịrị onye jekata ije, ya tụpụ ụkwụ ọsọ n'ihi na a naghị ama mgbe ihe ọsọ nwere ike dapụta. | O kwesịrị ka onye ọbụla na-adị nkwadobe maka ihe mberede nke nwere ike ịdapụta mgbe ọbụla. |
| 11 | Ọkụkọ sịrị na ihe o jiri mara na ọ bụ eze bụ maka na a na-ebu ya n'isi were na-eje mba. | Otu onye ahala, ùgwù ya dịịrị ya. Ùgwù onye na-eche onye. O nweghị onye enweghị ugwu na nsọpụrụ. |

| | | |
|---|---|---|
| 12 | Awọ sịrị na ihe o ji agba ọsọ ka ọkpa ya ha mgbe ọbụla ọ hụrụ ndị mmadụ bụ maka na ihe e ji nnu na ose eri kacha ha mma n'ọnụ. | Onye ọbụla kwesịrị ịkpachapụ anya na ndụ ya ma kee ezigbo nkwụcha n'ihi na nkwụcha abụghị ụjọ. |
| 13 | Nshịkọ sịrị na ihe o jiri nwee isi abụo bụ ka ọnwụ ghara igbu ya mana ọnwụ mechara bịa, were si n'etiti gbuo ya. | O nweghị ihe ga-egbochi ihe ime mgbe ọbụla ọ chọrọ ime. Ihe ga-emerịrị mgbe o kwesịrị ime. |
| 14 | Udele sịrị na ime ọ dị anaghị ewute ya, na ọ bụrụ na ọ mụọ nwa, nwa ya nwụọ, o rie ichi, rie nwa. Mana ọ bụrụ na ọ mụọ nwa, nwa ya nọrọ ndụ, o rie ichi ma zụwa nwa ya. | Ihe ọbụla mmadụ nwere nwerịrị ụzọ o siri baara ya uru. Ọ burụ na ihe mmadụ nwere adịghị mma na nke a, ọ dị mma na nke ọzọ. |
| 15 | Égbé sịrị na ọ bụ eziokwu na o nweghị égbè mana na ọ na-achụ nta. | Onye ọbụla nwere ihe o ji akpa ike n'ụdịrị nke ya. |

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ASAA
## NDỊICHE DỊ N'ETITI ILU NA ASỊNIILU

Ilu na asịniilu bụ nka okwu ndị a ga-elebakwa anya ma zipụtakwa ndịiche dị n'etiti ha n'ihi na ilu na nsịniilu abụghị otu. Ha dị iche. Ọ bụ ihe ndị ahụ mere ha jiri dịrị iche ka a ga-amalite depụtawa n'otu n'otu.

Ilu bụ okwu na-atọgbọrọ onwe ya na-enweghị ihe ọbụla na-ekwu maọbụ na-asị na ọ bụ ya kwuru ya, mana asịniilu bụ okwu a na-enwerịrị ihe ọ bụ ya kwuru ya. Ilu enweghị onye nwe ya. Ọ bụghị nke onye ọbụla. O nweghị onye a ga-asị na ọ bụ ya kọwapụtara ihe mere ya, maọbụ na ọ kọwara ihe ọ gaara ịhụ. Mana asịniilu na-agba mbọ kọwapụta ihe e kwuru, na ihe kwuru ya. Ọ bụrụ na ọ bụghị mmadụ sịrị, ọ bụrụ mmụọ maọbụ anụmanụ sịrị.

Asịniilu n'ọtụtụ oge, na-aka ilu eto ogologo. Ọ bụghị otu asịniilu na-aha ka ilu na-aha. Mkpụrụokwu asịniilu na-ebu mgbe ụfọdụ na-aka mkpụrụokwu ndị na-emejupụta ilu. Ihe ọnọdụ dị otu a jiri pụta ìhè nke ọma bụ maka na asịniilu na-akọwapụta ihe a sịrị na kwa ihe sịrị ya, mana ọ dịghị otu ahụ n'ilu. Mgbe asịniilu na-ezipụta nke a, ọ na-eme ka okwu asịniilu pụta ìhè n'ụdịrị obere akụkọ na-akọwapụta ihe a sịrị, na ihe sịrị ihe ahụ.

A na-atụ ilu atụ. A naghị atụ asịniilu atụ. Ọ bụ naanị ilu bụ okwu nkà n'asụsụ Igbo a na-atụ atụ. Asịniilu bụ okwukwu ka a na-ekwu ya. Ọ bụghị otu ahụ si ekwupụta ya ka e si ekwupụta

ilu. N'ezie, asịniilu yiri ilu. Ha abụọ bụ nwanne. Mana, asịniilu abụghị ilu n'ihi na anụmanụ ọbụla na-akpa n'ọwarị ya.

Ọ bụghị naanị ndịiche ndị ahụ e depụtara n'elu bụ ndịiche e nwere n'etiti ilu na asịniilu. Mee nnyocha nke ọma ka ị chọpụtakwa ndịiche ndị ọzọga e nwere banyere ha.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ASATỌ
## MYIRI DỊ N'ETITI ILU NA ASỊNIILU

Ihe ọmụmụ ọzọ a ga-eleba anya n'akwụkwọ a bụ myiri dị n'etiti ilu na asịniilu. E nwere ọtụtụ myiri dị n'etiti ha abụọ. A ga-amalite lebawa ha n'otu n'otu.

Ilu na asịniilu bụcha nkà okwu. Ọ bụ otu e si were ilu na-achọ asụsụ mma ka e sikwuazị were asịniilu were na-achọ asụsụ Igbo mma. Ọ bụ ụdịrị ọrụ ahụ ilu na-arụ n'okwu Igbo ka asịniilu na-arụkwuazị n'asụsụ Igbo. Mgbe ọbụla e jiri ha mewe okwu n'asụsụ Igbo, okwu e jiri ha mewe na-abụ ịgba, ma bụrụkwa kpoo. N'ihi na ọnọdụ ha n'okwu na-eme ka okwu kaa aka ma bụrụkwa **'akwaa akwụrụ'**.

Ọ bụ otu e si akọwa ilu ka e sikwuazị akọwa asịniilu. Mgbe ọbụla a tụrụ ilu, o nwere ihe e bu n'uche were tụo ya. O nwekwara ihe ilu ahụ a tụrụ na-akọwa. Ọ bụghị otu ahụ e siri tụọ ilu ka nkọwa ya dị. Ilu na-enwe nkọwa dị omimi. Ọ bụkwa otu ahụ ka ọ siri dịkwa n'ebe asịniilu dị. Asịniilu na-enwe nghọta dị omimi. Onye amaghị maka ya anaghị aghọta ya naanị ma a kọwaara onye ahụ ihe ọ pụtara. Onye amaghị maka ilu maọbụ asịniilu anaghị eji ha eme okwu.

Ilu na asịniilu bụ okwu nkà e ji amata ndị maara ihe n'ala Igbo. Onye ọbụla maara ihe nke ọma bụ onye a na-ewere dị ka onye jupụtara n'amamihe. Ọ bụkwa otu ahụ ka e si ewere onye maara maka asịniilu. Ofeke maọbụ onye amaghị ihe anaghị ama maka ha. N'ihi nke a, onye ọbụla maara **ilu** na **asịniilu** bụ onye a mụrụ nke ọma, o too nke ọma, a zụọ ya nke ọma, o wee bụrụ onye obodo ji eme ọnụ ma werekwa na-anya isi.

Ilu na asịniilu bụkwa okwu nka e ji eduzi mmadụ, e ji adụ mmadụ ọdụ, ma werekwa ha na-adọ mmadụ aka na ntị. Ọ bụrụ na a tọghebe ilu maọbụ asịniilu, ihe na-ejupụta n'ime ha bụ okwu nkuzi dị iche iche na kwa okwu mmụta, na okwu enyemaka. Onye ọbụla na-eji okwu ilu na asịniilu eme ihe, anaghị enwe ọgbatauhie ọbụla na ndụ ya. Ụdịrị onye dị otu ahụ anaghịkwa azọhie ụkwụ na ndụ ya. Ihe niile na-eme n'ụwa na ndị merela eme bụ ihe ndị Igbo ji ilu na asịniilu were kọwapụta. Onye ọbụla na-aghọta ilu na asịniilu nke ọma na-akpachapụ anya nke ọma na ndụ, na kwa ihe ọbụla ọ na-eme.

Myiri ọzọ kwa dị n'etiti ilu na asịniilu bụ na ha abụọ enweghị onye nwe ha. O nweghịkwa ọgbọ ọ bụ nke ha maọbụ ọ bụ maka ha. Onye ọbụla, ma nwata, ma okenye, ma nwoke, ma nwaanyị, ma okorobịa, ma agbọghọbịa, nwere ike ịtụ ilu maọbụ asịniilu. O nweghị onye ilu maọbụ asịniilu bụ nke ya. Ha bụ nke onye ọbụla maara maka ha. O nweghịkwa onye ọ bụ ya wepụtara ilu maọbụ asịniilu. Ha bụcha okwu nka ndị nna nna anyị ha wepụtara maka iji were na-eyinye okwu Igbo, afe. Ilu na asịniillu bụ nwa tolite o tokwuru. Ha anaghị anwụ anwụ. Ha bụkwa nke ga-adị ọkpụtọrọkpụ n'ihi na ha bụ ọfọ nna na-enyefe nwa ya.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAISE

1. Gịnị bụ atụmatụ okwu? Kedụ uru dị iche iche ọ na-abara anyị n'asụsụ Igbo?

2. Myiri ọ pụtara gịnị n'asụsụ Igbo? Were ahịrịokwu kọwaa azịza gị. e dekwala ndị dị n'akwụkwọ a.

3. Depụta ihe ọmụmaatụ iri were kọwaa atụmatụ okwu mbụrụ.

4. Were ihe ọmụmaatụ kọwaa ihe dị iche n'etiti myiri na mbụrụ.

5. Kọwaa ihe bụ mmemmadụ. Were ahirịokwu dị iche iche were chọọ nkọwa gị mma.

6. Ọ bụ gịnị bụ ọgharaokwu n'atụmatụ okwu Igbo? Were ihe ọmụmaatụ ise kọwaa ya.

7. Were ihe ọmụmaatụ ise kọwaa nkwusara (apostrophe)

8. Kedụ ihe bụ Nsinụụda? Were ihe ọmụmaatụ kọwaa onwe gị nke ọma.

9. Kọwapụta ihe dị iche n'etiti ntakwu na nkwusara.

10. Dee maka atụmatụ okwu nzaraonwe na ihe e ji amata ya.

11. Kọwaa nke ọma ihe bụ bịambịamgbochi. Were ihe ọmụmaatụ dị iche iche mee ka nkọwa gị pụta ìhè nke ọma.

12. O nwere otu myiri maọbụ ndịiche si were dị n'etiti Igbuduokwu na Akpụokwu?

13. Kedụ ihe bụ Ahaọnọchi? Kọwaa nke a nke ọma?

14. Kọwaa atụmaatụ okwu Orurughaokwu nke ọma. Were ihe ọmụmaatụ iri mee ka nkọwa gị doo anya nke ọma. E dekwala ndị e derela n'akwụkwọ a.

15. Dee ma kọwaa nke ọma ihe bụ Nhagideokwu. Jiri ihe ọmụmaatụ dị iche iche were chọọ azịza gị mma nke ọma.

16. Tụlee ma nyochaa nke ọma ihe dị iche n'Orurughaokwu na Mgbudaokwu (Mwetuokwu).

17. Maa ọtụtụ atụ Egbeokwu e nwere (Ọ bụghịkwa ndị e derela n'akwụkwọ a) ma nyekwa nkọwa ha nke ọma.

18. Akpụokwu na Egbeokwu ha bụ otu? Kọwaa nke a nke ọma.

19. Dee ma kọwaa nke ọma otu Nkwuma si arụ ọrụ dị ka otu n'ime atụmatụ okwu e nwere n'asụsụ Igbo. Were ihe ịmaatụ ghụọ azịza gị ahụ.

20. Were ihe ọmụmaatụ kọwaa ihe bụ Okwunkwutu.

21. ***A chụchaa aja ma a hụghị udele a maara na ihe mere na be ndị mmụọ.*** Kedụ otu ilu a sị were metụta atụmatụ okwu ilu n'asụsụ Igbo.

22. Tụọ ilu iri ị maara ma kọwakaa ha nke ọma. (Hapụkwa ide ndị e dere n'akwụkwọ a.)

23. Kọwaa otu Akpaalaokwu si were bụrụ otu n'ime atụmatụ okwu e nwere n'asụsụ Igbo.

24. Akpaalaokwu na ilu, ha bụ otu? Kọwaa onwe gị nke ọma.

25. Depụta akpaalaokwu iri ị maara ma kọwakwaa ha nke ọma. E dekwala ndị e derela n'akwụkwọ a.

26. Dee ma kọwaa nke ọma ihe bụ Ụkabụilu

27. Kedụ otu ụkabụilu si were dị iche n'Ilu na Akpaalaokwu?

28. Depụta Ụkabụilu ise ị maara, ma nyechaa nkọwa ha nke ọma n'otu n'otu. Hapụkwa ide ndị nke e derela n'akwụkwọ a.

29. Ilu na akpaalaokwu, ha bụ otu?

30. Depụta ndịiche na myiri dị n'etiti Ilu na Akpaalaokwu.

31. Gịnị bụ Asịniilu?

32. Dee ma kọwaa ndịiche na myiri dị n'etiti Ilu na Asịniilu.

33. Depụta ndịiche dị n'etiti Ilu na Ụkabụilu. Were ọmụmaatụ were chọọ nkọwa gị mma.

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAISII
## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ

## AGWỤGWA (GWA M GWA M GWA M)

Agwụgwa bụ ajụjụ ndị Igbo ji ama otu ọgụgụ isi mmadụ hadebere. Ha na-eji ya enye ezigbo nkuzi pụrụ iche site na-ime ha ka a na-echeba echiche ime ma a nụ ya. Agwụgwa bụ ajụjụ ọ na-abụ a jụọ ya ọ na-ekwu ihe ọzọ, azịza ya abụrụ ihe ọzọ. A naghị azata agwụgwa na-abụka okenye maọbụ na-abụka nwata. Nwatakịrị nwere ike jụọ ya okenye, okenye ahụ adaa ya. N'ihi ya, agwụgwa bụ ihe chọrọ ezigbo echiche mmadụ mgbe ọbụla a jụrụ ya. A naghị aza ya na a nụrụ ya, maka ị zaa ya na ị nụrụ ihe a jụrụ gị, ị daa ya. Mana a na-aza ya na a ghọtara ya ma marakwa ya.

A na-eji nzata agwụgwa amata onye maara ihe nke ọma n'ala Igbo. Mgbe ọbụla a jụrụ **'Gwa m gwa m gwa m'** (agwụgwa), a na-eji ya amata otu nghọta na echiche ndị mmadụ ha. Onye amaghị agwụgwa na-amụ ya iji were mata ha. E depụtara ọtụtụ **agwụgwa (Gwa m gwa m gwa m)** n'akwụkwọ Ndezu Ụtọasụsụ Igbo a iji were mee ka ị mata ọtụtụ n'ime ha ma marakwa ha, ma marakwa ekwu ha. Lee ụfọdụ n'ime ha:

| | GWA M GWA M GWA M | AZỊZA |
|---|---|---|
| 1 | Ihe gị na ya yị aga ije, ọ gaa n'ihu, ọ gaa n'azụ. | Mkpọ |
| 2 | Agadi nwaanyị otu ntụ ime | Jioko |
| 3 | Ngwugwu Chukwu kere | Afọ |
| 4 | Ihe bu nnayaukwu ụzọ taa ọjị | Mbọ aka |
| 5 | Akwụ chara be nna gị mana ị gaghị ata ya | Agbọghọbịa (Nwanne gị nwaanyị) |

| | | |
|---|---|---|
| 6 | Osisi kwụ n'ọhịa mkpọrọgwụ ya na-enye ndị mmadụ nsogbu n'ụzọ | Nsị |
| 7 | Ihe a naghị ekwu okwu mana ị jụọ ya ihe i kwuru ọ gwa gị | Ihe e dere n'akwụkwọ |
| 8 | Nwaanyị ọcha e kpochiri n'ime uzuzu | Imi |
| 9 | Ihe nọ n'azụ ụlọ nne gị na-agbọ taa | Ụkpaka |
| 10 | Ihe gbazuru agụ ọsọ ma ọsịsịọ esughị ya | Nkịta |
| 11 | Ihe na-akụ egwu ma mmiri na-ezo | Mpoto ede (Akwụkwọ/akụ ede) |
| 12 | Ihe sị onye chaa ka ya, ya achaa ụdịrị ọzọ. | Ụdara |
| 13 | Tụm tụm gem gem | Ọsọ mgbada n'ugwu |
| 14 | O bu egbe nọdụ n'ugwu | Akpị |
| 15 | Ihe a nụrụ ka ọ dara mana a nụghị ka e gburu ya | Isi akwụ |
| 16 | Ihe ku mmadụ n'ụlọ be nne gị | Oche |
| 17 | Okorobịa chị ụta na-agba ya n'ogologo ụzọ | Akpị |
| 18 | Ewu ọcha a na-egburu onye ọbịa | Ụtara |
| 19 | Osisi toro na mba laa na mba | Agbọghọbịa |
| 20 | Ihe nọ n'ụlọ arahụ ụra mgbe ọbụla | Mmanụ |
| 21 | Ihe a nụrụ ka e gburu mana a nụghị ka ọ dara | Igu |

| | | |
|---|---|---|
| 22 | Kpọrọkpọtọ n'obi ọgaranya | Ọgbịrị ehi |
| 23 | Agbọghọ ọma ji abalị aga | Ọnwa |
| 24 | Otere uhie baa ọhịa | Ose |
| 25 | Enweghị isi, enweghị ọdụ | Akwa ọkụkọ |
| 26 | Ihe bu ọkụ rịa elu | Akwụ |
| 27 | Ihe gba aka baa ọhịa chịrị ụmụ pụta | Ede |
| 28 | Gwa m dum na yọm | Isi akwụ na Igu nkwụ |
| 29 | Ihe kụchara aka baa ọhịa | Ụkpaka |
| 30 | Ihe dabara na mmiri mma ya rụọ | Ọkụ |
| 31 | Gwa m ọgba ka awụ aja | Ụkwara |
| 32 | Ude a sụrụ na mba nụ ya na mba | Egbe |
| 33 | Gwa m ọgba aka arị ọjị | Agwọ |
| 34 | Ihe mere eze jiri rachaa ntụ | Ube |
| 35 | Ọnọ na mba agwa mba okwu | Egbe |
| 36 | Ibe ji zuru ụwa ọnụ | Ọnwa |
| 37 | Gwa m oti nwata ihe n'ihu nne ya | Agụụ |
| 38 | Ihe danyere n'olulu ma o reghị ure. | Mkpume |
| 39 | Gwa m okoro ọcha gba aka wụọ ogige | Imi |
| 40 | Gwa m ihe ji ikpere gazuo ubi nna gị | Ọgụ |
| 41 | Ihe sịrị na ọ bụghị nwa a na-apịwa ọnụ | Ụdara |
| 42 | Ihe na-achị gị ịkọ n'ubi nne gị | Akwụkwọ akpụ |
| 43 | Ihe kuuru mmiri rigoo elu | Akị bekee |
| 44 | Gwa m ebughị ụzọ ekpeghị azụ | Nkịta |
| 45 | Ihe na-ebu ụzọ ericha tupu ọnụ | Anya |

| | | |
|---|---|---|
| | erie | |
| 46 | Gwa m ọnọ n’ugwu eche aka mgba | Apịtị |
| 47 | Gwa m nwaanyị nodụrụ okwu | Oche ahịa |
| 48 | Gwa m ihe mara mma dara mmiri, mma ya arụọ | Ọkụ |
| 49 | Gwa m agbọghọbịa bu ite mmiri nọdụ n’elu | Akị bekee |
| 50 | Gwa m okoro ọcha na-eti ịgba n’ugwu | Ideghi |
| 51 | Agbọghọ mara mma ma ọ lụghị di | Okpete |
| 52 | Agbọghọ abụ na-agba n’isi | Ụdara |
| 53 | Ihe nọ n’elu ụlọ nna gị agọrọ gị ọfọ | Ngwere |
| 54 | Gwa m ogirisi ngidingi | A naghị eli dike nli naabọ |
| 55 | Gwa m si nga ruo nga a | Ili onye mkpụmkpụ |
| 56 | Agbọghọ tere uhie kwụrụ n’agịga ụzọ | Akwụoru |
| 57 | Gwa m isi ji ekweghị ntake | Ọnwụ nne enweghị nchezọ |
| 58 | Akwụkwọ ugiri ada n’ukwu ugiri | Nwanne anaghị alụ nwanne ya |
| 59 | Gwa m gwujiri gwujiri, sụkara sụkara, a tụpuo ala a hụ ndị mmụọ | Isi ji, etiti ya na ọdụ ya. |
| 60 | Gwa m anụ nwere otu ụkwụ | Ero |

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAISII

1. O nwere uru agwụgwa na-abara ndị Igbo?

2. Agwụgwa o kwesịrị ka onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo mara ya? Kọwaa onwe gị nke ọma.

3. Ị kwetara n’ezie na azịza agwụgwa na-adị iche n’ihe a jụrụ? Mee ka nkọwa gị doo anya nke ọma.

4. Agwụgwa na akpaalaokwu ha bụ otu?

5. Depụta agwụgwa iri ị maara ma nyekwa azịza ha n’otu n’otu.

6. Kedụ ndị ọ bụ ha ka e mebeere agwụgwa? Zaa ma kọwaa nke a nke ọma.

7. Kedụ ihe kpatara agwụgwa jiri dị mkpa n’ihe ọmụmụ asụsụ Igbo?

8. Kọwaa ndịiche dị n’agwụgwa na ilu okwu n’asụsụ Igbo.

## NYE AZỊZA AGWỤGWA NDỊ A:

9. Gwa m gwa m gwa m isi ji ekweghị ntake.

10. Gwa m a a! o o!

11. Gwa m gwa m gwa m, gwa m gwujiri gwujiri, sụkara sụkara, a tụpuo ala a hụ ndị mmụọ.

12. Gwa m agbọghọ otu ntụ ime

13. Gwa m ụmụnne abụọ, ihu obodobo, ihu obodobo

14. Gwa m zịm na warịị

15. Gwa m gwa m gwa m, gwa m anụ nwere otu ụkwụ.

# NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAASAA ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ OKWUNTỤHỊ (OKWUMGBAWAỌNỤ/ OKWUNTABIIRE)

A ga-elebakwa **okwuntụhị** anya n'akwụkwọ a n'ihi na ọ bụ ihe ọmụmụ bara ezigbo uru n'asụsụ Igbo. Okwuntụhị bụ okwu e ji amata onye nwere ike ikwu okwu ọsọ ọsọ na-ekwugharịghị ọnụ, maọbụ tatọgharịa ọnụ. Ọ bụ okwu, mkpụruokwu e jiri mewe ha, na-eyitacha onwe ha. Nke ọbụla a na-akpọpụta, na-adị ka ibe ya. Ọ bụrụkwanụ na a na-akpọpụta ha, ọ na-adị ka ọ bụ otu okwu ka a na-akpọ, mana ha abụghị otu kama ha yiri.

E nwekwuazịrị ike ịkpọ okwuntụhị **okwumgbawaọnụ** n'ihi na ọ na-abụ a na-akpọ ya, ọ na-adị ka mkpụrụokwu niile dị n'okwu ahụ ha jupụtara onye na-akpọ ha ọnụ were na-azọ ka ha mara nke a ga-ebu ụzọ were kpọpụta. Nke a na-eme ka onye na-akpọ ya kpọgharịa ọnụ n'ihe ọ na-akpọ maọbụ kwugharị ọnụ n'ihe ọ na-ekwu. Nkwugharị ọnụ onye ahụ na-eme ka ndị na-ege onye ahụ ntị nwụba n'ọchị. Aha ọzọ e jikwa mara okwuntụhị bụ **Okwuntabiire.** Ihe kpatara e jikwu akpọ ya nke a bụ na ọ bụrụ na ị kpachaghị anya ebe ị na-agba mbọ ka ị kpọpụta ya (**okwuntụhị)** ọsọ osọ, ị tabie ire gị, maka na ire gị na okwu gị ga na-agbagharị, na-alụ ọgụ ebe ị na-akpọpụta ha.

Anyị si n'okwuntụhị enweta mmụta pụrụ iche n'ihi na ọ na-enyere anyị aka ịmụta ka e si akpọpụta okwu ọsọọsọ (ngwa ngwa). Ọ na-emekwuazị ka anyị mụta otu a ga-esi kpọpụta okwu ọsọọsọ, okwu abụọ nọkọrọ ọnụ ụda ha yitere, mana ha

abụghị otu. Okwuntụhị na-enyekwuazị aka pụrụ iche na nghọta, ọgụgụ isi na amamihe. Ọ na-eme nke a site n'inyere aka ka ụbụrụ onye na-ekwu ya na-anụ ọkụ.

A ga-edepụta ụfọdụ **okwuntụhị** ijiri zipụta nke ọma ihe a na-ekwu maka ya. Ụfọdụ okwuntụhị ndị ahụ bụ ndị a na-esota:

1. A kọrọ akụkọ na ọkụkọ kọrọ ụkọ n'ubi a kọrọ akọ.
2. Ọkụ hụrụ oke, oke hụ ọkụ.
3. Ebelebe gburu n'ukwu ebelebe dị n'Ebelebe.
4. Uche na-eche na Uche nwa ya enweghị uche.
5. Nwoke na-akwa nka ị na-akwa nka n'elu nka a kwara akwa dị n'elu nka.
6. Nwata kpụ mkpi, ọ bụ gị kpụ mkpi ka ọ bụ mkpi kpụ gị
7. Ana m egbu mgbada, weta mma m ga-eji gbuo mgbada, mgbada si na ngada m piopu.
8. Nye m isi mkpi dị n'akpa mkpi.
9. Nwaanyị na-ere ero ere, ị na-ere ero ere, ka ị na-eri ya eri
10. Onye na-akọ jioko kọrọ ji n'ebe a na-akọ jioko.
11. Tụọ ete kwuo nkwụ.
12. Nwa Okeke gwara oke mmadụ ahụ na otu nwa oke tara otu nwoke bara n'oke ọhịa ahụ.
13. Ire ọma, ire ọma, obi ọma, obi ọma, e were ire ọma e nwee obi ọma.
14. Mama Magị zụtara magị, Magị rachaa magị mama Magị zụtara.
15. Gbakwuru ikwe suo ikwe ọkpọ.
16. Ogbu nkwụ gburu akwụ n'ukwu nkwụ dị n'abọ nkwụ.

17. Nwaanyị nọ n’ukwu mgbamgba gbaghariạ baa mgbamgba mgba.
18. Mgbeke zụtara eke n’ahịa Eke dị n’obodo Eke.
19. Manye aka n’akpa akakpọ chịpụta akị dị n’akpa akakpọ ka i nye akakpọ ka ọ taa.
20. Ọ bụ achara ka ata nkọ ka ọ bụ ata ka achara nkọ.

E nwere ọtụtụ **okwuntụhị** ndị ọzọ n’asụsụ Igbo. Kedụ ndị nke ị maara? Chọta ha ma depụtakwa ha.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAASAA

1. Dee ma kọwaa nke ọma ihe okwuntụhị pụtara n’asụsụ Igbo.
2. Okwuntụhị na Agwụgwa, ha bụ otu? Were ihe ọmụmaatụ kọwaa onwe gị nke ọma
3. O nwere uru ọmụmụ okwuntụhị bara n’asụsụ Igbo?
4. Depụta okwuntụhị iri ị maara. E dekwala ndị dị n’akwụkwọ a.
5. Kedụ ihe kpatara e jiri werekwa aha dị ka **okwumgbawaọnụ** maọbụ **okwuntabire** were mara okwuntụhị
6. Ọ bụ gịnị kpatara ndị Igbo jiri nwee okwuntụhị n’asụsụ ha?
7. O nwere uru ihe ọmụmụ okwuntụhị ga-abara onye na-amụ asụsụ Igbo?

### Deruo Okwuntụhị ndị a n’isi

8. Manye aka n’akpa akakpọ chịpụta ___________________

9. Adaobi ji obi _____________________________________

Gbuo nza bọọ nza __________________________________

10. Taa ọkpọkọrọ ọka _________________________________

11. Ezi ziri Eze ozi ____________________________________

12. Ti nchi kpim ______________________________________

13. Nwaanyị na-asụ achara, ata _________________________

14. Agara m ahịa nkiri gbagbuo _________________________

# NKUZI UTỌASỤSỤ NKE IRINAASATỌ
# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
# ỤDAOLU

Ụdaolu pụtara otu okwu na-esi ada ụda ma a na-akpọpụta ha. Ọ bụ site n'ụda okwu ka a ga-esi mata ihe onye kpọrọ okwu bu n'uche. Ọ bụ n'ụdaolu okwu ka e si amata ihe okwu pụtara. Ọ bụghị asụsụ ndebeolu. Ndebeolu bụ otu e nwere ike isi dowe olu were kpọọ okwu iji mee ka ọ dị ụtọ na ntị. Otu ọbụla i siri dowe olu kpọọ okwu n'asụsụ ndebeolu, onye maara okwu ahụ ga-amarịrị ihe ọ pụtara n'agbanyeghị ka i siri hịgharịchaa olu gị were kpọọ ya. Ọ dịghị mgbanwe ọbụla ndebeolu na-eweta maọbụ tinye n'okwu maọbụ na nghọta asụsụ na-anabata ya. Iji maa atụ, anyị ga-amata na asụsụ bekee bụ asụsụ ndebeolu n'ihi na o nweghị otu ọbụla i siri dewe olu gị were sụpụ bekee ka a ghara ịghọta ihe okwu ahụ ị na-ekwu pụtara. Ọ masịgodu bekee gị na-ada n'elu n'elu, maọbụ na-ada n'ala n'ala. Ọ masị gị sụwa bekee ka ndị ọcha nwe ya, maọbụ ka onye na-amụ ya bụ asụsụ ọhụrụ, nghọta okwu ọbụla ị kpọpụtara ga-adịrịrị n'agbanyeghị otu i siri kpọọ ya.

Mana n'asụsụ Igbo, ọ dịghị otu ahụ n'ihi na okwu ọbụla ị hapụrụ otu e si akpọ ya were hịgharịa olu gị n'ụdị ọzọ were kpọọ ya, nghọta okwu ahụ ga-ahapụzi ihe i bu n'uche ị chọrọ ka ọ bụrụ malite kọwabazịa ihe ọzọ. Nke a na-eme n'asụsụ Igbo n'ihi na ọ bụ n'ụdaolu okwu ka e si amata ihe okwu pụtara na ihe nghọta ya bụ. N'asụsụ Igbo, otu okwu nwere ike na-akọwa ọtụtụ ihe mana ọ bụ site n'ụdaolu ha ka a ga-esi na-amata nke bụ nke. I buru okwu n'uche were dewe olu gị n'ụdịrị

ọzọ were kpọọ ya, okwu ahụ ahapụ ihe ahụ i bu n'uche, ghọrọ ihe ọzọ ị na-ebughị n'uche. Ọ bụ ya kpatara o jiri dị mma ka a na-enye okwu ọbụla n'asụsụ Igbo ụdaolu kwesịrị ya.

**(i) AKARA ỤDAOLU (TONE MARK)**

Ọ bụ maka na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu kpatara e jiri wepụta akara ụdaolu a ga-eji were na-ama okwu nke bụ nke. Dị ka e siri kwuo na mbụ, otu okwu n'asụsụ Igbo nwere ụdaolu nwere ike inwe ọtụtụ nghọta nke asụsụ Igbo bụ otu n'ime ha. Ọ bụ site n'itinyere ha akara ụdaolu otu o siri kwesị ka a ga-esi mata nke ọma ihe okwu bụ maọbụ okwu e bu n'uche.

Ọ bụrụ na e depụta otu okwu nwere ọtụtụ nghọta were hapụ itinye ya akara ụdaolu nke ga-enye ya nkọwa, onye hụrụ okwu ahụ nwere ike ịkpọ ya ihe bụ uche ya. Nke ọbụla ọ kpọrọ ga-adabakwa adaba n'ihi na ọ dịghị akara ụdaolu dị na ya bụ mkpụrụokwu ga na-arụtụ aka n'ihe e bu n'uche were dee ya. Ọ bụ akaraụda onye depụtara okwu tinyere ka o ji akọwapụta ebumnuche ya n'okwu o dere.

E nwere ụdịrị ụdaolu dị iche iche n'asụsụ Igbo. Ha dị atọ n'ọnụọgụ. ha bụ ndị a na-esota:

- (i) Ụdaelu
- (ii) Ụdansụda
- (iii) Ụdaala

Ụdaolu ndị a bụ ụdịrị ụda e nwegachara n'asụsụ Igbo. Nke ọbụla n'ime ha nwere akara e ji ezipụta ya. Akara ndị ahụ bụ ndị a:

(i) Akara Ụdaelu **(/)**

(ii) Akara Ụdansụda **(─)**

(iii) Akara Ụdaala **(\)**

Okwu ọbụla ụda ya daliri elu bụ akara ụdaelu **(/)** ka e ji ezipụta ya. Nke ụda ya adalighị elu ma ọ datughị ala bụ akara ụdansụda **(─)** ka a na-eji egosipụta ya. Mana okwu ọbụla ụda ya daturu ala bụ akara ụdaala **(\)** ka e ji ezipụta ya.

**(ii) MKPỤRỤ EDEMEDE NDỊ NA-EBU AKARA ỤDAOLU N'ASỤSỤ IGBO**

Ọ bụghị mkpụrụedemede ọbụla a hụrụ na mkpurụokwu ka a na-etinye ụdaolu. Ọ bụ naanị na mkpụrụedemede ụdaume na myiriụdaume ka a na-etinye akara ụdaolu. A naghị akanye akaraụda na mkpụrụedemede mgbochiume. Mkpụrụedemede ụdaume dị ka e siri kọwaa dị asatọ n'ọnụọgụ. Ha bụ ndị a:

| | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| **a** | **ị** | **ụ** | **ọ** | **e** | **i** | **u** | **o** |

Ebe ọbụla ha dị na mkpụrụokwu, ha na-ebu akaraụda. Mkpụrụedemede ndị ọzọ na-ebukwa akara ụdaolu bụ mkpụrụedemede myiriụdaume. Mkpụrụedemede myiriụdaume dị abụo n'ọnụọgụ. Ha bụ ndị a:

| | |
|---|---|
| **m** | **n** |

Mgbe a na-eji etinye **M** maọbụ **N** akaraụda bụkwa mgbe ha na-arụ ọrụ na mkpụrụokwu dị ka myiriụdaume. Ọ bụghịkwa mgbe ha na-arụ ọrụ dị ka mgbochiume.

Tupu i tinye akaraụda n'okwu, ị ga-agba mbọ buru ụzọ gee onwe gị ntị n'olu. Ọ bụ site n'otu ụda siri dị ka akara ụdaolu ị ga-etinye ya ga-esi were dị. Ọ bụrụ na ọ bụ okwu ụda ya daliri elu, ị mara na ọ bụ akara ụdaelu **(/)** ka ọ ga-ebu. Ọ bụrụkwanụ na olu gị na-adatu ala, ị mara na ọ bụ akara ụdaala **(\)** ka okwu ahụ ga-ebu. Mana i gee ntị n'olu okwu ị na-akpọ, were chọpụta na ụda ya adalighị elu **(/)** nke ọ na-adatu ala, akara ọ ga-ebu bụ akara ụdansụda **(─)**

**Okwu ndị a bụ okwu ndị bu akara ụdaelu**

ébé (place)
ánú (meat)
ígwú (lice)
úsú (bat)
ákwú (palm fruit)
ájí (hair)
ésú (millipede)
ńkú (firewood)

**Ndị nke a na-esota ugbua bụ ndị nke bu akara ụdaala**

àkpà (bag)
ènwè (monkey)
ùgò (eagle)

Ìgbò (language)
ùgwù (respect)
ìtè (pot)
àlà (land)
ìkù (eye brow)
àgbà (jaw)
òjà (flute)
nkà (craft)
mkpà (scissors)
àmàrà (alm)
ndìdà (slope)
mgbàdà (antelope)
nkata (basket)
ìkpè (satire)
myò (sieve)

Mkpụrụokwu ndị nke a a ga-edepụtakwa ugbua bụ ndị nke mkpụrụedemede ha bu akara ụdansụda.

ónū (mouth)
ágū (lion)
ébē (beetle)
ímē (pregnancy)
ódō (pestle)
ányū (cucumber)
úkā (sour)
íchō (to find)
ájā (sand)
ánwū (sun)
ígwē (to grind)

ághū (monitor lizard)
ídē (to write)
ánū (bee)

**Lee okwu ndị nke na-ebu akara ụdaelu na akara ụdaala.**

ónyà (trap)
ákwà (cloth)
édè (cocoyam)
áfù (half kobo)
úlò (house)
ézè (king)
ńchà (soap)
mbè (tortoise)
úkwù (waist)
úkwà (breadfruit)
ázù (fish)
ókà (maize)
ébé à (here)

**A ga-edepụtazi okwu ndị nke nwere akara ụdaala na akara ụdaelu:**

àtó (three)
àkwá (egg)
ànó (four)
ònyé (who)
ùwé (attire)
òzó (again)

ìgbé (box)
ùchá (colour)
Èké (market day)
òsú (outcast)
mkpó (staff)
ògbú (deep)
ùtó (sweet)
òké (rat)

# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ
# ỤDACHI NA ỤDAUSORO

## I. ỤDACHI

Dị ka e siri kọwaa na mbụ n'akwụkwọ a, asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu. Ọ bụghị asụsụ ndebeolu. Asụsụ Igbo bụ asụsụ e ji ụda ya were na-amata ihe ọ na-akowa. Nke a pụtara na ọ bụ otu okwu siri daa n'asụsụ Igbo ka nkọwa ya ga-esi were dị. Okwu ọbụla e nwere n'asụsụ Igbo nwere otu o si ada, ma nwekwuazị otu e si akpọọpụta ya. Okwu Igbo ọbụla anaghị ahapụ ụda ya na mkpọọpụta ya. Okwu Igbo ọbụla hapụrụ ụda ya na mkpọọpụta ya mata nke ọma na nghọta ya adaala mmiri.

N'ihi nke a, **Ụdachi** bụ ụda okwu Igbo na-enwe ma ọ kwụrụ onwe ya. Mkpụrụokwu ọbụla e nwere n'asụsụ Igbo nwere ụda ya na nghọta ya ma ọ kwụrụ onwe ya, ma naanị ya kwụrụ. Ọ bụ ụda ahụ o nwere ka e ji amata ya maka na mgbe ọbụla a kpọrọ maọbụ  kpọọpụta okwu, ọ bụ ụda ọ dara ka e ji amata nkọwa ya. Ụdachi bụ ụda mkpụrụokwu maọbụ ụda okwu nke ọ bụ naanị okwu maọbụ mkpụrụokwu ahụ nwe. Chetakwa na ọ bụ otu e siri amata okwu. Okwu Igbo enweghị ụda anaghị enwe nghọta. Okwu Igbo ọbụla maọbụ mkpụrụokwu Igbo nwere ihe a na-akpọ ya. Ọ bụkwa mgbe a kpọrọ ihe ahụ okwu ahụ, maọbụ mkpụrụokwu ahụ na-aza, ka e ji enweta ụda okwu ahụ maọbụ mkpụrụokwu ahụ. Ọ bụ site na mkpọọpụta mkpụrụokwu ka e si enweta ụda. A ga-ekpokọta nkọwa ụdachi site n'ikwupụta na ụdachi bụ ụda okwu, maọbụ mkpụrụokwu, nwere mgbe ọbụla ọ nọọrọ onwe ya, nke ọ na-eyiri ka uwe nke ọ bụ naanị ya yi.

Ịmaatụ ụfọdụ banyere ụdachi dị ka o siri metụta okwu Igbo bụ ndị a na-esota:

| | | | |
|---|---|---|---|
| (i) | kwúò | - | say |
| (ii) | ébé | - | place |
| (iii) | dúò | - | guide |
| (iv) | ràhù | - | sleep |
| (v) | ńnú | - | salt |
| (vi) | ìmē | - | inside |
| (vii) | úzò | - | road |
| (viii) | ńdù | - | life |
| (ix) | élū | - | high |
| (x) | ùdó | - | peace |

Mkpụrụokwu ndị ahụ niile a kanyechaara akaraụda bụcha ụdachi ha n'otu n'otu.

## (II) ỤDAUSORO

**Ụdausoro** bụ ụdịrị ụda a na-enweta n'okwu maọbụ na mkpụrụokwu, mgbe ọbụla okwu maọbụ mkpụrụokwu nwere ụdachi nọnyeere okwu, maọbụ mkpụrụokwu ndị ọzọ. Ọ bụrụ na mkpụrụokwu nwere ụda e jiri mara ya banye n'ahịrịokwu maọbụ banye n'ogbu okwu, ụda ahụ o nwere na-enwe mgbanwo. Ọ bụghịzikwa otu ahụ ụda ya siri dị mgbe ọ kwụ naanị ya ka ọ ga-adịzi. Mgbe ọbụla mkpụrụokwu na ibe ya nọkọrọ, ụda ha ga na-adazi bụ ụda ga-enyere aka ka nghọta na ebumnuche okwu maọbụ ahịrịokwu ha hụrụ onwe ha na ya zuo oke ma kwụrụkwa chịm dị ka e siri chọọ. Ọ bụ mgbe okwu nọzirị n'ụdị ka nghọta dị n'okwu ọ kwụ na ya pụta ìhè nke

ọma, ka a maara dị ka ụdausoro. Ọ bụrụ na mkpurụokwu hapụ ịkwụrụ onwe ya, were banye n'etiti ọtụtụ mkpụrụokwu ndị ọzọ ga, ụda ya na-esizi n'ụdachi banye n'ụdausoro. Mgbe ọbụla okwu si n'ụdachi banye n'ụdausoro, akaraụda okwu ahụ ga-ebuzi ga-adị iche na mgbe ọ bụ ụdachi. Ọ bụghịzikwa otu e siri tinye akaraụda n'okwu bụ ụdachi ka a ga-esi tinye ya n'okwu bụ ụdausoro. Ọ bụ otu ahụ ụda okwu ga-esi gbanwoo ma ọ banye n'etiti ọtụtụ okwu maọbụ mkpụrụokwu ka akaraụda ya ga-esi gbanwoo. A ga-eji ihe ịmaatụ were zipụta nkọwa ihe omụmụ a nke ọma. Ọ bụkwa mkpụrụokwu ndị ahụ e depụtara bụcha ụdachi, ka a ga-eji gosipụtakwa ịmaatụ maka ihe ọmụmụ a banyere ụdausoro. Ngwa lee ka ha siri kwụrụ:

(i) Ọ sị m kwuo ihe mụ hụrụ.
(ii) Anadi achọtala ebe nwoke ahụ bi.
(iii) Obiekwe achọghị isoro duo Amadi n'ije ahụ.
(iv) Hapụ ya ka ọ rahụ ụra.
(v) Tinye nnu n'ofe ahụ.
(vi) Ego ahụ dị n'ime akpati
(vii) Ụzọ ụgbọala adịghị na be ha
(viii) Ọ naghị ebi ndụ ọjọọ
(ix) Si n'elu nkwụ ahụ wụtuo
(x) Anyị chọrọ udo Chukwu ebe a.

Ọ bụrụ na i leba anya nke ọma n'okwu maọbụ mkpụrụokwu ndị ahụ kwụụrụ onwe ha, ma nwekwaa ụdachi ha, ị ga-ahụ ma chọpụtakwa na ụda ha gbanworo n'ahịrịokwu ha hụrụ onwe ha na ya.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAASATỌ

1. Ụdaolu ọ pụtara gịnị n'asụsụ Igbo?
2. Dee ma kọwaa ihe dị iche n'etiti ụdaolu na ndebeolu
3. Kedụ uru ihe ọmụmụ akara ụdaolu na-aba n'asụsụ?
4. Depụta akara ụdaolu ndị ahụ e ji ezipụta ụda okwu n'asụsụ Igbo ma kọwakwaa ha nke ọma.
5. Kedụ otu e si etinye akara ụdaolu n'okwu?
6. Tinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu ndị a:

    (i) egbe (gun)
    (ii) ike (buttocks)
    (iii) ejula (snail)
    (iv) okwute (pebbles)
    (v) ndụ (life)
    (vi) ntu (nail)
    (vii) nkwọ (hawk)
    (viii) enyi (elephant)
    (ix) ire (tongue)
    (x) ọnwụ (death)
    (xi) egbe (kite)
    (xii) bịa (come)
    (xiii) nkwọ (Igbo native market day)
    (xiv) enyi (friend)
    (xv) mmiri (water)

(xvi) isi (head)
(xvii) akwa (bed)
(xviii) ntụ (ash)
(xix) iku (eye brow)
(xx) mmanụ (oil)
(xxi) ntụ (lie)
(xxii) ntị (ear)
(xxiii) nsogbu (trouble)
(xxiv) mmụta (knowledge)
(xxv) ntụtụ (needle)

7. Depụta ma kọwaa nke ọma ihe dị iche n'etiti ụdaolu na akara ụdaolu.

8. Gịnị kpatara asụsụ Igbo ji wee bụrụ asụsụ ụdaolu?

9. Ụdaolu ole ka e nwere n'asụsụ Igbo? Depụta ma kọwaa ha n'otu n'otu.

10. Depụta ma kọwaa mkpụrụedemede ndị na-ebu akaraụda n'asụsụ Igbo.

11. Gịnị bụ ụdachi?

12. Were ihe ọmụmaatụ were kọwaa ụdausoro.

13. Ụdachi na Ụdausoro ha bụ otu? Dee ma kọwaa nke a nke ọma.

# NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAITOOLU
# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
# ỊTỤ OKWE

Tupu ndị ọcha abata n'ala Igbo, ndị be anyị nwekwara ọtụtụ egwuregwu ndị nke ha na-egwuri n'ime ụlọ ha. Ịzụ lido, dụrafụtụ, cheezi, wọọtụ, sụkrabụl na kwa ndị ọzọ ga bụ egwuregwu ime ụlọ so ndị ọcha were bịa. Ha abụghị egwuregwu ndị Igbo. Ha bụ egwuregwu wụrụ mmiri naasa na ịkpa naasaa were wụbata n'ala Igbo. Mana tupu egwuregwu ndị a niile abata na be anyị, anyị nwere egwuregwu ime ụlọ nke anyị na-egwuri. Egwuregwu ime ụlọ ndị Igbo nwere magburu onwe ha na mma ma bụrụkwa sọ ụtọ.

Otu n'ime egwuregwu ime ụlọ ahụ a ga-eleba anya na ya ugbua bụ **Ịtụ Okwe**. Ịtụ okwe n'ala Igbo bụ ụdịrị egwuregwu ime ụlọ nke ọ bụ mmadụ abụọ maọbụ karịa na-eme ya. Ọ bụ mmadụ naabọ karịa na-atụ okwe. Ọ bụkwa n'ime ụlọ ka a na-anọ were na-egwuri ya bụ egwuregwu. E nwekwara ike ịnọ n'okpuru osisi, ebe ndo dị, maọbụ ebe ọbụla dara ahụ jii na mbara ezi were gwurie egwu ịtụ okwe. Ihe e ji atụ okwe bụ mkpụrụ ube okpoko. Ọ bụrụ na a rachachaa ube okpoko, o nwere mkpụrụ na-esi na ya apụta. Ọ bụ mkpụrụ ya ka ndị Igbo na-ejikanarị were na-atụ okwe. Mana ọ bụrụ na mkpụrụ ube okpoko adịghị, ndị Igbo nwekwara ike iji mkpụrụ ụdara, mkpụrụ ajịrịja, mkpurụ akị maọbụ obere mkpụrụ okwute siri ike agaghị na-agbari agbari were tụo okwe.

Mkpụrụ okwe na-adị asaa n'ọnụọgụ. Ọ bụrụ na a nọkọchaa ịtụ okwe, mmadụ naabọ karịa, onye ọbụla n'ime ndị ahụ na-atụ okwe o ruoro ịtụ okwe, ga-achilite mkpụrụ okwe asaa ahụ, chịrị ha n'otu aka, n'obo aka nri ma kwuchikwaa aka ya. Onye ahụ ga-atụli otu mkpụrụ okwe elu site n'ime mkpụrụ okwe asaa ahụ ọ chị n'aka. Tupu ọ ghọrọkwa nke ahụ ọ tụliri elu, ọ ga-ebugosu ụzọ wụsa mkpurụ okwe isii ndị ahụ ọ chị n'aka, n'ala. Ọ ga-awụsa ha, ọ ga-ahụ na ọ chịkọdoro ha ọnụ, maka ha gbasachaa agbasa mgbe ọ na-awụsa ha, ọ ga-ahịa ya ahụ ikporokwa ha ma ọ tụliekwa otu mkpụrụ elu.

Ọ bụrụ na onye na-atụ okwe, chịsa mkpụrụ okwe isii ahụ n'ala ma nwekwaa ike ghọrọkwa otu mkpụrụ okwe ahụ ọ tuliri elu, ọ ga-amalitezi ịtụtụrụba okwe isii ahụ n'otu n'otu. Tupu ọ tụtụrụ otu mkpụrụ okwe ọbụla n'ime mkpụrụ okwe isii ahụ kposa n'ala, ọ ga-atụli otu mkpụrụ okwe elu ma ghọrọkwa ya ozigbo ọ tụtụụrụ otu mkpụrụ okwe n'ime mkpụrụ okwe isii ahụ. Nke ọbụla ọ tụtilitere, ọ ga-agbakwa mbọ dowe ya n'otu akụkụ tupu ọ ghọrọkwa nke ahụ ọ tụliri elu. Ọ bụrụ na ọ tụtụrụchaa okwe ndị ahụ, mkpụrụ okwe isii ndị ahụ, otu, otu, ọ malitekwa chịrịwa ha mkpụrụ abụọ, mkpụrụ abụọ. Ọ bụrụkwa na ọ chịrịchaa ha mkpụrụ naabọ, mkpụrụ naabọ, wụsakọọ ha ọnụ, na-adaghị iwu ịtụ okwe ọ dara, ọ ga-amalitekwa ịchịrị mkpụrụ okwe isii ndị ahụ niile chịsa n'ala, tupu ọ ghọrọkwa nke ahụ ọ tụliri elu. Ọ bụrụ na ọ chịlite mkpụrụ okwe isii ahụ ma ghọrọkwa nke ahụ ọ tụliri elu, ndị ha na ya na-atụ okwe, ga-amata ozigbo na ọ laferela site n'adaghị iwu ọbụla. Ndị ha na ya na-atụ okwe na-eji ọ́nụ anabata ụdịrị ọnọdụ a.

Otu e si ada iwu ịtụ okwe bụ ọ bụrụ na onye na-atụ okwe ahapụ ka okwe danahụ ya were daa n'ala, ma mgbe ọ na-atụli okwe elu ma mgbe ọ na-aghọrọkwa ya, ma mgbe ọ chịlitere okwe elu, ma mgbe ọ wụsara ha n'ala, onye ahụ na-akwụsị ịtụ okwe ozigbo, onye ọzọ amalite. Naanị ahụhụ ndị na-atụ okwe na-ata onye ha na ya na-atụ okwe dara iwu ịtụ okwe bụ ịkwụsị ya ịtụ okwe ozigbo, onye ọzọ o ruoro ịtụ okwe amalite. Onye ahụ dara iwu ịtụ okwe ga-echerekwa tutuu o rutukwa ya ọzọ.

N'ezie, ịtụ okwe bụ ezigbo egwuregwu ime ụlọ na-enye ọńụ na obi ụtọ n'etiti ndị na-atụ ya. Otu onye nwekwara ike ịtụ okwe ma ọ bụrụ na o nweghị ndị ọ hụrụ ya na ha ga-atụ okwe. Onye dị otu a na-eji ya were na-emesa ahụ ma werekwa ya na-ekpo onwe ya ahụ ọkụ.

## URU DỊ N'ỊTỤ OKWE

Uru dị n'ịtụ okwe bụ na ndị Igbo na-eji ya eme ka mmadụ mụta ịdị garagara, ime ngwa ngwa na ịkpachapụ anya n'ihe ọ na-eme. Ịtụ okwe na-akpalitekwa mmụọ ịhụnanya n'etiti ndị na-atụ ya. Ọzọ kwa bụ na ndị na-atụ okwe anaghị enwe ohere maka asịrị, ịkọcha mmadụ na kwa ịkọ akụkọ ihe enweghị isi. Onye na-atụ okwe anaghị anọ n'oke echiche ma ọ na-atụ okwe. Obi onye na-atụ okwe anaghị anọ n'oke echiche ma ọ na-atụ okwe. Obi onye na-atụ okwe na-adị sara sara n'ihi na ịtụ okwe na-abụ egwuregwu ọńụ. Ndị na-atụ okwe na-enwekwa mmekọrịta n'etiti onwe ha. Nke ọzọ kwa bụ na ịtụ okwe na-akpalite mmụọ mmeri ma na-akwatukwa mmụọ ọdịda n'ime ndị na-atụ ya.

N’ezie, ịtụ okwe bụ egwuregwu ọma ma bụrụkwa nke anyị agaghị ekwe ka mmiri rie ya. Onye Igbo ọbụla kwesịkwara ịmata na nke anyị bụ nke anyị, nke ha bụrụ nke ha. Lekwa ọmarịcha egwuregwu ime ụlọ ndị gboo tara ahụhụ were chepụta ma hibere anyị, ka anyị gbachiri nkịtị, ụlọ were na-achọ ka ọ dado elu uko.

# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ
# ỊZỤ NCHỌRỌKỌTỌ

**Ịzụ nchọrọkọtọ** bụ ụdịrị egwuregwu ndị Igbo na-anọ n'ime ụlọ ha maọbụ n'okpuru ebe ndo dị n'ime mbaraezi ha were na-egwuri. Otu onye anaghị azụ nchọrọkọtọ. A ga-ezurịrị mmadụ naabọ maọbụ karịa tupu a zụwa nchọrọkọtọ. Ihe e jikwanụ azụ nchọrọkọtọ bụ osisi siri ezigbo ike nke a ga-atụzu obere okukoro oghere irinaabụọ. N'ime oghere irinaabụọ ahụ, oghere isii ga-adị n'otu akụkụ, ebe oghere isii ndị ọzọ ga-adịkwa n'akụkụ nke ọzọ. Ọ bụrụkwanụ na e nweghị osisi nke a tụrụ oghere ndị ahụ, a na-atụpu obere oghere dịcha okirikiri n'ala ma kọchaa ya n'ụdị ọ ga-adị mma iji were zụọ nchọrọkọtọ. N'ala ebe a na-etinye oghere  ndị ahụ e ji azụ nchọrọkọtọ na-abụ ebe ezigbo ndo na-adị mgbe niile na mbaraezi, ihe dị ka n'okpuru ukwu osisi, ma bụrụkwa ebe a na-edowe ọcha oge ọbụla.

Ihe ọzọ sokwa n'ihe e ji azụ nchọrọkọtọ bụ mkpụrụ akị, maọbụ mkpụrụ ụdara, maọbụ mkpụrụ ube okpoko, maọbụ obere mkpụrụ ajịrija. Tupu a malite zụwa nchọrọkọtọ, a ga-agba mbọ hụ na mkpụrụ nchọrọkọtọ, nke ọbụla e jiri chọọ ịzụ ya, zuru ezu n'ọnụọgụ. Ihe mkpụrụ nchọrọkọtọ niile na-adị bụ irianọ na asatọ n'ọnụọgụ. N'ime oghere irinaabụọ ahụ e ji azụ nchọrọkọtọ, nke ọbụla n'ime oghere ndị ahụ na-enwe mkpụrụ nchọrọkọtọ anọ. Ndị na-azụ nchọrọkọtọ na-agba mbọ hụ na mkpụrụ nchọrọkọtọ e tinyechara n'oghere niile ahụ zuchara anọ. Na o nweghị nke ga-afọdụ ka o zuo mkpụrụ anọ, maọbụ

were otu maọbụ abụọ karịa anọ. Mba! A naghị eme ya eme n’egwuregwu ịzụ nchọrọkọtọ.

Gekwaa ntị nke ọma: N’ime oghere irinaabụọ ahụ, ọ bụrụ mmadụ abụọ chọrọ ịzụ nchọrọkọtọ, ha ga-eke ya ụzọ naabọ, otu onye were oghere isii, onye, ha abụọ na-azụ ya bụ nchọrọkọtọ ewerekwa oghere isii, ndị nke mkpụrụ okwe nchọrọkọtọ anọ dịchaa n’ime ha. Ọ bụrụkwanụ na ha dị mmadụ atọ were chọọ ịzụ nchọrọkọtọ, ha ga-eke oghere irinaabụọ ahụ ụzọ anọ, ụzọ anọ. Ọ bụrụkwanụ na ha dị mmadụ anọ chọọ ịzụ nchọrọkọtọ, ihe ha ga-eketa oghere irinaabụọ ahụ bụ oghere atọ, oghere atọ.

Ịzụ nchọrọkọtọ malite, ọ bụ otu onye n’ime ndị ahụ chọrọ ịzụ nchọrọkọtọ ga-amalite ya bụ egwuregwu site na-isi **n’oghere nke ya** were chịlite mkpụrụ okwe nchọrọkọtọ anọ, ndị nke ọ ga-amalite tụnyebe n’ime nchọrọkọtọ ahụ niile n’otu n’otu. Oghere ọbụla mkpụrụ okwe nchọrọkọtọ ọ chị n’aka nọ were gwụ, ọ bụrụ na ọ nwere mkpụrụ okwe nchọrọkọtọ dị n’oghere ahụ, ọ ga-achịliri ha, ma na-agakwa n’ihu na-atụnye ha otu, otu, n’ime oghere niile ahụ tutuu mkpụrụ okwe nchọrọkọtọ o ji n’aka agwụnahụ ya n’oghere mkpụrụ okwe nchọrọkọtọ atọgbọghị n’ime ya chaachaa. Ọ zụrute n’ụdịrị oghere dị otu ahụ, ọ kwụsị ịzụ n’ihi na **aka amala ya**. Ọ bụrụkwanụ na mkpụrụ okwe nchọrọkọtọ o ji n’aka gwụnahụ ya n’oghere mkpụrụ okwe dị na ya dị mkpụrụ okwe atọ, ọ ga-atụnye naanị otu mkpụrụ okwe ahụ o ji n’aka n’ime mkpụrụ okwe atọ ahụ, ọ ga-esi n’oghere ahụ chịpụta mkpụrụokwe anọ ahụ n’ihi na **o riela ha.**

Mgbe ọbụla a na-azụ nchọrọkọtọ, oghere ọbụla okwe dị n'ime ya dị atọ bụ ***okwe dị ime***, nke onye ọbụla so were na-azụ nchọrọkọtọ na-achọ ka ọ bụrụ ya ka ọ dabaara site n'ịchịrị ya. Onye so azụ nchọrọkọtọ na-eji aka ya achụ onwe ya n'ụgbọ ma ọ bụrụ na ọ zụtaghị ọnụ ya. Ọ bụ site n'okwe nchọrọkọtọ ahụ a na-eri ka e si amata onye a napụrụ oghere ndị nke ruoro ya. Maka na ọ bụ mkpụrụ okwe nchọrọkọtọ ụzọ anọ ole i ritara na nchọrọkọtọ unu na-azụ ga-egosi ma ị ka nọ n'egwu ka ị ga-achịli aka.

## URU ỊZỤ NCHỌRỌKỌTỌ BARA

Uru ịzụ nchọrọkọtọ bara n'egwuregwu Igbo bara ụba. Ndị Igbo ji ịzụ nchọrọkọtọ were na-amata onye ụbụrụ ya na-aghọ nkọ. Maka na onye ọbụla na-azụ nchọrọkọtọ na-akpa nkata otu ọ ga-esi napụtachaa onye maọbụ ndị ọ bụ ha na ya oghere nchọrọkọtọ ndị nke na-abụghị nke ya.

E sikwa n'ịzụ nchọrọkọtọ were na-amụta mgbakọ na mwepụ. Ndị ọbụla na-azụ nchọrọkọtọ bụ ndị na-ama maka mgbakọ na mwepụ. Ịzụ nchọrọkọtọ bụ ihe gbasara ọnụọgụgụ. N'ihi nke a, onye na-azụ nchọrọkọtọ bụ onye na-amụbawanye n'amamihe ọnụọgụgụ. Ịzụ nchọrọkọtọ na-enyere ndị na-azụ ya aka ichemi echiche ime banyere otu ha ga-esi nwee mmeri. N'ihi nke a, ịzụ nchọrọkọtọ bụkwa otu n'ime ụzọ ndị Igbo si akwado onwe ha maka inwe mmeri n'ihe ọbụla ha na-eme.

**Ịzụ nchọrọkọtọ** na-enyekwa obi ụtọ n'ụdị pụrụ iche. Ndị Igbo si n'egwuregwu ịzụ nchọrọkọtọ were na-eme onwe ha obi ụtọ, ma werekwa ya na-ahụkọrịta onwe ha n'anya. A naghị ese

okwu ebe a na-azụ nchọrọkọtọ. Naanị ihe a na-ahụ ebe a na-azụ nchọrọkọtọ bụ egwu na amụ, ìzù ọma na nkàta ọchị.

**Ịzụ nchọrọkọtọ** bụ egwuregwu ime ụlọ ndị Igbo ji anọ ọrịrị, ji were na-akụziri onwe ha ihe, ma werekwa na-emekọrịta n'etiti onwe ha.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRINAITOOLU

1. Gịnị bụ Ọjị?
2. Kedụ ka ndị be unu si awa ọjị?
3. Dee ma kọwaa EKELE n'omenaala Igbo.
4. Gịnị bụ Ọmụgwọ?
5. Ọ bụ naanị nwaanyị na-eje ọmụgwọ ma na-elekwa ọmụgwọ?
6. Dee ma kọwaa ihe bụ Iru Mgbede
7. Kedụ ihe kpatara Iru Mgbede ji were bụrụ ihe a na-emere ụmụagbọghọbịa?
8. Dee ma kọwaa Nrọ
9. I kwetakwara na Nrọ? Kọwaa onwe gị nke ọma.
10. Olee ihe bụ Ụmụọkpụ n'ala Igbo?
11. O nwere uru Ụmụọkpụ bara? Kọwaa nke a nke ọma.
12. Gịnị bụ Ịtụ okwe? Kedụ ka e si atụ okwe n'ala Igbo?
13. Dee ma kọwaa otu e si azụ Nchọrọkọtọ n'ala Igbo.

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ EDEMEDE

Edemede bụ ihe kwesịrị ka onye ọbụla na-amụ asụsụ Igbo mara ka e si ede ya. Ọ bụkwuazi otu n'ime ọkpụrụkpụ ihe ndị na-apụtara ụmụakwụkwọ n'ule asụsụ Igbo mgbe ọbụla. Ọ bụ ya kpatara o jiri dị mma ka akwụkwọ a lebakwuo ya anya nke ọma.

Nwataakwụkwọ ọbụla chọrọ ịbụ **akwaa akwụrụ** n'edemede asụsụ Igbo ga-agba mbọ mụta nke ọma nkejiasụsụ Igbo dị iche iche, akaraedemede e nwegachara n'asụsụ Igbo, nkà okwu dị iche iche dgz. Ọ bụrụ na ị marachaa ihe ndị a nke ọma, ide edemede Igbo ga na-adị gị ka a na-eri nri ji. Ọ bụrụkwanụ na i were ihe ndị a dee edemede gị otu o kwesịrị ka e si were ha na-ede edemede, onye ọbụla na-agụ ya bụ edemede i dere ga na-eche na i so na ndị mewere ya bụ asụsụ Igbo.

Ihe bụ edemede ọbụla a na-ede bụ akaraedemede. Onye ọbụla na-ede edemede mana ọ naghị etinye akaraedemede n'edemede otu kwesịrịnụ, mara na ihe ọ na-esi anaghị atụ nnu. Edemede, akaraedemede adịghị na ya, na-eme ka onye dere ya ghara inweta ihe ọbụla n'ihe ahụ o dere. Ọ bụ site n'akaraedemede ị na-etinye n'edemede gị ka onye na-agụ ya ga-eji mara ihe ị na-ede, mara mgbe i jiri sị ya gbawa maọbụ ya kwụrụ. Edemede, akaraedemede adịghị na-adị ka onye yi akwa na gbakwara ọtọ. Nke akaraedemede dịkwanụ na ya, mana ọ dabachaghị adaba otu o kwesịrị i si were daba, na-adị ka onye yi akwa mana isi

ezuchaghị ya oke. Mana edemede e ji akaraedemede were ghụọ ahụ otu kwesịrị ekwesị na-akwụrụ chịm, dị mma n'anya, na-atọ ụtọ na ntị ma na-emekwa ka onye dere edemede ahụ tute ugo n'ihe o dere.

Ọ na-adị mma ka onye na-ede edemede were nka okwu na-aghụ edemede ya ahụ. Mana gekwaa ntị ka m gwa gị, **'kama m ga-eriju afọ dachie ụzọ ka m buru ọnụ.'** Kama ị ga-edebanye nka okwu ị maghị ihe ọ pụtara n'edemede gị, hapụ ide ya chaa chaa. Ụdịrị ihe dị otu a na-emebiri nwataakwụkwọ ọmarịcha edemede o dere. Ihe kpatara e ji were na-eme ka ị ghọta nke a bụ ụfọdụ ụmụakwụkwọ na-abụ ha hụ nka okwu dị ha mma ha agbaa mbọ webata ya n'edemede ọbụla ha na-ede ma ọ dabara adaba, ma ọ dabaghị. Nke a na-eme ka edemede ahụ ha na-ede na-akọ ihe ọzọ. Ụfọdụ na-emekwuazị ihe dị otu a iji mee ka onye ga-agụ edemede ha ahụ were sị na ha maara nka okwu nke ọma. Mana nwatakịrị m nyere ji ọ na-atabiri m aka, m na ya onye bu ụzọ mara ụtọ ji? Ebe o doro gị anya nke ọma na onye ị na-edere edemede ahụ ka gị mara ya nke ọma, kedụkwanụ uru ọ baara gị na ị na-ere onwe gị tọrọ n'ihu ya. N'ihi nke a, e dekwala edemede gị n'ụdị ka i yie onye ị na-edere ya egwu, kama dee ya n'ụdị ka o nye ị na-edere ya too gị ma ọ gụchaa ihe i dere.

Ihe ọzọ kwa na-akpatara ụmụakwụkwọ ịdawacha ukwu n'edemede bụ maka na ha anaghị eso usoro na iwu, e nyere ha were dee edemede. Ọ na-abụ e nye ha ihe ha ga-ede, dọọ ha aka na ntị ka ha jiwe oji n'edemede ahụ, ha na-ahapụ oji ahụ a sịrị ha jiwe, chawa ọcha. Mgbe ọbụla nwataakwụkwọ hapụrụ usoro

e nyere ya ọ ga-eji dee edemede ọbụla a sịrị ya dee, ya ghọta nke ọma na ọdịda ya n'edemede ahụ amalitela. Maka na nke a so n'ihe izizi onye ị na-edere edemede ahụ ga-eleba anya. Ọ bụrụ na e depụtachaa isiokwu edemede ị ga-esi na ha họrọ edemede ị ga-ede, gbaa mbọ mara isiokwu ole a sị gị deem aka ha. Were nwayọọ họrọ isiokwu ndị ị ga-ede maka ha. Gụọkwa nke ọma ka ị mata mkpụrụokwu ole a chọrọ n'edemede ahụ a sị gị dee. E dekwala karịa ole a gwara gị.

I dechaa edemede gị, jisie ike gụgharịa ihe ahụ ị dere ka i were nwee ike degharịchaa ndehie niile dị na ya bụ edemede. Nke a ga-emekwa ka edemede gị sụrụ gedee. Ọ ga-emekwa ka i tinyekwa akaraedemede n'ebe i chetaghị tinye ha mgbe ị na-ede ha.

E nwere ọtụtụ edemede dị iche iche n'asụsụ Igbo. Ha bụ ndị a:

- (i) Edemede Akamakọ (Narrative Essay)
- (ii) Edemede Nkọwa (Descriptive Essay)
- (iii) Edemede Arụmụka (Argumentative Essay)
- (iv) Edemede Nkọwami (Expository Essay)
- (v) Edemede Mkparịtaụka (Dialogue)
- (vi) Edemede Nrụrịtaụka (Debate)
- (vii) Odide leta (Letter Writing)

Edemede ndị a niile bụ edemede dị iche iche i nwere ike inweta n'ule gị. Ọ bụrụ na e nye gị edemede ọbụla dee, ị ga-ebu ụzọ tụlee ya bụ edemede wee mara ụdịrị edemede ọ bụ tupu ị malite dewe ya. Ọ bụ site n'ịma ụdịrị edemede ọ bụ ka ị ga-esi mata ihe ị ga-ede banyere ya. Mana ọ bụrụ na ị maghị ihe edemede a

sị gị dee pụtara, i were malite dewe ya, ị ga na-ede ihe ọzọ ebe isiokwu edemede a sị gị dee ga-abụ ihe ọzọ.

Ọ bụrụ na e nye gị ọtụtụ isiokwu edemede dị iche iche were sị gị họrọ nke ị ga-ede, ọ bụrụ na ị ga-ahọrọ, ị họrọ nke ị maara ihe ọ bụ; nke nkọwa ya doro gị anya nke ọma, na nke a gaghị achịpụta gị ụkwụ n'ezi ma i malite dewe ya. Nke a na-eme n'ihi na ụfọdụ na-abụ ha họrọ isiokwu ha amachaghị nke ọma, ha dekata ya, ha atọkịrị, gawa agawa mba, lawakwanụ alawa abụrụ ọgụ na mgba. N'iji gbanahụ ụdịrị ihe a ime gị na gboo, jide n'aka na ị maara ihe ọbụla ị chọrọ ide maka ya nke ọma, na ọ bụghị ihe ị ga-asị ka ị nwaa mara ma ị ga-edeta ihe na ya. Ọ bụrụkwa na ị gaa ka ị nwaa, i nwekwara ike ịtọ n'ụzọ. N'ihi ya, ọ bụ ya ka ọ ga-eji kara gị mma ka i were ehihie chọwa ewu ojii tupu chi ejie maka ị hapụ ichọ ya, chi were ehihie jie, ya na ọchịchịrị abụrụ otu.

A ga-amalite lebawazịa edemede ndị ahụ niile e nwere ka a mara ihe nke ọbụla n'ime ha na-akọwa.

## A. EDEMEDE AKỌMAKỌ (NARRATIVE ESSAY)

Nke a bụ ụdịrị edmede a ga-enye gị nke a chọrọ ka ị kọwaa isi okwu e nyere gị nke ọma. Ị na-ede edemede a, ị ga-agba mbọ mee ka onye i deere ya ghọta ihe ị na-akọ maka ya nke ọma. Ị ga-eme nke a site na-isi n'usoro o kwesịrị ka i si. Ị ga-enye mbido akọmakọ gị nke ọma, depụta n'uju ihe ị chọrọ ịkọ maka ya tupu i mechie ya bụ akụkọ.

A ga-eji edemede ịmaatụ were gosipụta edemede akọmakọ a na-ekwu maka ya.

> **Kọọrọ enyị gị i nwetara n'ebe ị gara ezumike n'oge gara aga banyere otu nnukwu ahịa unu na-azụ n'obodo unu.**

Aha obodo m bụ Ikuma. Ndị be anyị nwere ahịa ha na-azụ kwa ụbọchị niile dị n'izu Igbo (**Eke, Orie, Afo na Nkwọ)**. Ahịa a na-azụ ụbọchị ndị ahụ na-abụghị ụbọchị ahịa anaghị aharu ka nke ụbọchị nnukwu ahịa anyị. Ihe e jikwanụ mara ụdịrị ahịa nke a na-azụ n'ụbọchị nkịtị bụ Ogwumabiri. Mana ụbọchị na-abụ ụbọchị nnukwu ahịa ọbụla na-abụ ụbọchị **Orie** ọbụla e nwere n'otu izu Igbo.

Ụbọchị ọbụla bụ Orie na-abụ nnukwu ụbọchị na be anyị n'ịzụ ahịa. Ọ bụ ụbọchị na-akpọtụ akpọtụ, ma na-azụkwa azụ. Nke a na-eme n'ihi na ọ bụghị naanị ndị be anyị na-azụ ahịa n'ahịa Orie ụbọchị ọ bụ. Ọtụtụ ndị mmadụ si obodo dị iche iche na-awụchikwa n'obodo anyị ụbọchị Orie. Ozigbo chi foro ụbọchị Orie ọbụla, ndị mmadụ na-eburu ibu ha do ihu n'ebe ọ na-abụ. N'ebee? Orie Ikuma. Imerime ndị mmadụ si obodo ndị ọzọ gbara obodo anyị gburugburu, ma ndị sicha obodo techara aka, na-ebucha ndị be anyị ụfọdụ ụzọ anọrọ anọrọ n'ahịa. tupu chi a na-efocha nke ọma. Nke a na-egosi na tupu ọkụkọ mbụ akwaa akwa, na ha ahapụchaala ezinaụlọ ha turu ụzọ gawa Orie Ikuma ebe ahịa na-azụ onwe ya.

Tupu chi ụbọchị na-efochasị nke ọma, ahịa ejupụtala n'ọnụ. Ụzụ na-esi n'elu adabiri tụọ n'ala. Mkpọtụ na-arị ibe ya elu. Naanị ihe ị ga na-anụ bụ: Ọ bụ onye kpọbara ahịa? Ị na-ere ego ole? Kedụ ebe m ga-azụta nke a maọbụ nke ọzọ? Goonụ ahịa! Onye chọrọ ya?

Ụbọchị Orie anaghịkwa abụ ụbọchị ọrụ maka ndị ọrụ ugbo na be anyị n'ihi na ọ bụ ụbọchị ahụ ka ha ji ere ihe ndị ha rụpụtara n'ubi ha na mkpụrụ ụbọchị atọ ndị garala aga tupu ụbọchị ahịa Orie..

Ọ bụghịkwa naanị na ha na-ereta ego ụbọchị ahụ, ha na-azụtakwuazị ọtụtụ ihe ndị dị ha mkpa n'ezinaụlọ ha ụbọchị ahụ. Ihe ndị ha enweghị ike ịzụta ụbọchị nkịtị bụ ụbọchị ahịa Orie ka ihe di woro ogori ji azụ n'ahịa. Ọtụtụ ndị mmadụ dị iche iche na-esi n'obodo ha dị iche iche buru ihe oriri dị iche iche bịa n'ahịa Orie ka ha ree. Ọ bụ nke a mere onye ọbụla ji agba mbọ ịhụ na ọ gara ahịa ụbọchị ahụ ga zụta ihe bụ mkpa ya.
N'ụbọchị ahịa Orie, ebe niile na-abụ mmadụ mmadụ. Ị tụlie ihe elu o koro n'elu ebe ahụ ị tụliri ya n'ihi na ọ gaghị ahụ ala ebe ọ ga-ada. Ndị mmadụ na-azọgbu ibe ha n'ọkpa. Ị nọdụ na-eche ka ndị mmadụ belata, ha ana-abawanye n'ihi na ọ bụ ka ụfọdụ na-azụrụ ihe ha chọrọ na-alọta, ka ụfọdụ na-akwadokwa na-aga aga, n'ihi na ọ bụ mgbe onye jiri teta ụra bụ ụtụtụ ya. Ọ bụ otu a ka ndị mmadụ ga-esi na-azụ , na-ere, na-ada gidigidi, tutuu were ruo mgbede.

Ahịa mgbede n'Orie Ikuma na-adịkwuazị ka ibe ya. Ọ bụ oge a ka ndị mmadụ ji azụ ka ha zụtachaa ihe ha chọrọ tupu chi ejie.

Ndị nke na-ere ere ọ kachasị ndị na-ere ihe mmebi, na-achọ otu ha ga-esi rechaa ihe ha buuru bịa ahịa tupu chi ejibido ha na ya. Ọsịịsọ niile ahụ ndị na-azụta ihe na ndị na-ere ihe na-eme, na-ewetakwuazị ụdịrị ụzụ nke ya. Ndị na-abịakwanụ ahịa mgbede na-abịa ọsọ ọsọ ka ha were kwụdo ihe ha chọrọ. Ọ bụ oge dị otu a ka ọtụtụ ndị na-ere ahịa na-eji mgbịrịmgba agwa ndị mmadụ ka ha bịa zụrụ ha ahịa ebe ndị na-enweghị mgbịrịmgba ha na-akụ, na-eji olu ha eti mkpu na-agwa ndị mmadụ ka ha gbara ọsọ bịa na nke ha, n'ihi na ọ na-agwụ agwụ. Ọ bụ otu a ka ahịa ga-esi kwokata ekwo tutuu chi ejie nke ọma. Otu a ahịa Orie be anyị si eju n'ọnụ ụbọchị Orie ọbụla malite n'ụtụtụ were ruo na mgbede kpatara ndị be anyị ji ekwu okwu na-asị na **Orie Ikuma amaghị na otu onye abaịghị ya.**

## EDEMEDE NKỌWA (DESCRIPTIVE ESSAY)

Edemede a bụ edemede e ji akọwa isiokwu e nyere gị ka i dee nke ọma. Ọ na-abụ edemede nkọwa ya na nghọta ya zoro ezo. N'ihi ya, ọ bụ gị dị ka onye na-ede ya ga-eme ka nkọwa ya na nghọta ya pụta ìhè. Ụdịrị edemede a so n'edemede na-achịpụta ụmụakwụkwọ ọkpa ezi. Mgbe ụfọdụ kwanụ, ụmụakwụkwọ na-abụ ha malite ide ya, ha dekata ya pụta n'ụzọ, ha atọkịrị. ha agaghịzi ama ihe ha ga-emezi eme, maọbụ ha malitekwa n'isi, ka ọ bụ ha hapụ ya ebe ha dedebere ya.

Ihe a na-enyekarị ka e dee maka ya dị ka isiokwu na-abụkarị ilu okwu. Ọ na-abụ e depụta ilu, a sị gị dee maka ya. Tupu ị zawa ụdịrị edemede a, ị ga-agba mbọ mara ihe ilu okwu ahụ bụ. Ị ga-ejide n'aka na ị maara nke ọma nkọwa ilu ahụ tupu ị malite

dewe ya. Ọ bụrụ na ị maghị ihe ilu ahụ na-akọwa, nke a ga-eme ka i dewe ihe ọzọ. Ọ bụ ya ka o jiri dị mkpa ka ị mụta ilu Igbo na nkọwa ha nke ọma. Maka ọ bụrụ na ị mara ọtụtụ ilu Igbo ma marakwa nkọwa ha, ide ụdịrị edemede a ga na-adị gị ka a na-aracha ụtụ. Lee edemede nkọwa nke a ka i were mata ihe a na-ekwu maka ya nke ọma.

## Dee edemede maka **'Aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ.'**

Ngala kpuchie ute, agụụ ekpughee ya n'ihi na ọ bụ onye rụọ, o rie. Onye a rụghị agaghị eri n'ihi na ọ bụ nkụ onye kpara n'ọkọchị ka ọ na-anya n'udummiri. Onye ọbụla achọghị ịta ahụhụ atụkwala anya ihe ọma n'ihi na ọ bụ ihe onye rụpụtara ka a ga-eji kwụọ ya ụgwọ. Ọ bụ onye tụrụ ihe n'ahịa ka a na-azụtara ihe ọ tụrụ, mana onye adịghị ihe ọ tụrụ n'ahịa, adịghị mma ịtụ anya ihe ọbụla a ga-ewelatara ya n'ihi na ọ bụ onye nwere ubi na-eje ewere ihe n'ubi ya ma oge iwe ihe n'ubi ruo. Onye adịghịkwanụ ihe ọ kọrọ agaghị ama ụma tụọ ọkpa n'ubi onye ọzọ kọrọ, maka na o mee nke a ọ bụrụ onye ohi.

Ihe ọma ọ na-esi n'elu ada n'ala? Mba! O nwere onye a mụrụ mụọ ya na ọgaranya, akụnaụba na inwe aṅụrị? Mba! N'ihi nke a, ndụ onye ọbụla na-ebi bụ otu o siri were tọọrọ onwe ya ụkpụrụ ọ na-eso. Onye ọbụla Chineke Nna kere nọ ndụ n'ụwa a ga-atarịrị ahụhụ tupu ọ kpata ihe o riri. Onye achọghịkwanụ ịta ahụhụ wee kpata ihe ọ ga-eri agaghịkwa ahụ ihe o riri n'ihi na ọ bụ otu onye siri dowe àkwà ya ka ọ ga-esikwa rahụ ụra na ya, maka mmiri e jiri sie agwọ na-atọ agwọ agwọ. N'ihi nke a,

onye ọbụla ihe ọma, ihe dị mma, iriju afọ, inwe ańụrị na-adị mma maọbụ na-agụ agụụ ga-abụ onye ịgba mbọ na ịrụsi ọrụ ike na-adịkwuazị mma n’ihi na ọ bụ aka mere azụ ọ gbaa nkụrụnkụ. Onye iri ụkwá na-adị mma asọkwala ya oyi ma o ruo na mpịcha ya maka na ọ bụ aka gwọchapụtara egwusi o jiri dị mma oriri.

Ahụhụ ọbụla mmadụ na-ata n’ụwa a bụ ka o were nweta uru n’ikpeazụ kpatara o jiri ata ya maka ọ bụrụ na ọ taghịrị ihe ahụ ọ na-achọ ahụhụ, ọ gaghị eru ya aka. Nwatakịrị a na-akụziri ihe ewela na ọ bụ mmegbu ka onye na-akụziri ya ihe ahụ na-emegbu ya n’ihi na ọ bụ ihe ndị ga-abara ya uru ka a na-eme ka ọ ghọta. Nwataakwụkwọ mata nke ọma na ọ bụrụ na ọ taghị onwe ya ahụhụ were gụọ akwụkwọ nke ọma, mụta ihe a kụziere ya, n’ikpeazụ, ọńụ agaghị abụ nke ya. Mana ọ taa ahụhụ nke ọma, nye ndụ ya nsogbu, gbaa ezigbo mbọ n’akwụkwọ ya, n’ikpeazụ ọnụ ga-abụ ya mmanụ mmanụ. Mana onye anaghị agụ akwụkwọ ya, anaghị ege onye nkuzi ntị, achọghị inye ndụ ya nsogbu, n’ikpeazụ e lelewe ule ọ ga-alafere? Mbanụ! Nke a agaghị ekwe omume. Ọ dịghịkwa ebe asambodo ya na-egosi, na ọ dara ga-eduje ya. Ịkwa amakwaara na ibe akwa abụrụzịa ihe ọ ga na-arụ. Ọ bụ ihe o mere onwe ya n’ihi na ọ chọghị ịta ahụhụ.

Ọ bụghị naanị n’ịgụ akwụkwọ ka ịta ahụhụ tupu e nweta ihe a chọrọ, dị. Ọ dị n’ihe ọbụla a na-eme n’ụwa a. Onye ọrụ ugbo na-akọnyeghị ihe n’ala mgbe mmiri na-ezo, o ruo oge e ji eweta ihe n’ubi, ibe ya wetawa ọ ga-eweta? Mba! Ọ nọghị na ime mmanụ n’ọnụ n’afọ ahụ n’ihi na ọ chọghị ka aka ya metụ

aja. Agụụ ga-ahịọ ya ọnụ. Onye na-azụ ahịa ga-agbakwanụ mbọ taa ahụhụ, zụpụta ego ọ ga-eji were na-eri ihe maka na ọ tụkọọ aka na ọkpa ọnụ, ahịa agaghịa azụ onwe ya. Ndị ọrụ aka kwanụ, otu aka ahụ kwa maka na ọ bụrụ na ị chọghị ka inyi metụ gị n'ahụ ebe ị na-arụ ọrụ, ị gaghị arụta ọnụ gị. Ezumike adịghị n'ụwa a. Ahụhụ jupụtara ebe niile. Onye ọbụla chọrọ ka ọ na-eri eri matakwa na erimeri agaghị esi n'elu were daara ya n'ala n'ihi na ọ ga-ata ahụhụ tupu ihe ọ chọrọ eruo ya aka.

Onye ọbụla ihe dị mma na-agụ matakwa na ọ ga-ata ahụhụ tupu o nweta ihe ahụ. Onye ọbụla na-agbakwanụ mbọ iji hụ na ọnụ elu na ọnụ ala na-emetụta ma na-emeghariịkwa emegharị jisie ike n'ihi na ọ dịghị mbọ mmadụ na-agba n'ụwa lara n'iyi. Maka na ọ bụ a rụọ n'anwụ a nọrọ na ndo rie ya. Ihe onye na-eme iji baara onwe ya uru, ya biko gbaa mbọ mesiwe ya ike maka na ọ bụ aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ.

**EDEMEDE ARỤMỤKA (ARGUMENTATIVE ESSAY)**

Edemede arụmụka bụ ụdịrị edemede ọzọ na-enye ụmụakwụkwọ nsogbu. Ọ na-abụrụ ha ihe mgbagwoju anya mgbe ọbụla ha na ya jekọrọ. Nke a bụ edemede gị onwe gị na-ede iji akọwapụta otu i chere na ihe (isiokwu) e nyere gị dee dị, maọbụ otu ọ dịghị. Ụdịrị edemede a bụ edemede a na-esi ngọ na ya. A na-anọ n'ime ya anagha maọbụ agbagha okwu ọbụla e wepụtara dị ka isiokwu. Onye na-ede ụdịrị edemede a ga-agba mbọ hụ na o kwụghị naanị n'otu akụkụ mgbe ọ na-agbagha isiokwu ọ na-ede maka ya n'edemede ya. Ọ ga na-esi ngọ ya n'akụkụ isokwu naabọ. O kwuo na ọ bụ ya, o kwuo na ọ bụghị ya. Nke ọbụla o kwuru o nye nkọwa ihe kpatara o jiri kwuo otu ahụ. Mana n'ikpeazụ, na ngwụcha edemede ya, ọ ga-agbazi mbọ kwuo kpọmkwem ebe ọ kwụ akwụ. Nke a bụ otu edemede arụmụka nke ga-enyere gị aka na nkọwa na mmụta banyere ya.

## Ọ bụ eziokwu na ndị nwụrụ anwụ
## Na-apụta n'ụdị ndị mmụọ?

Ndị be anyị kwenyere na onye nwụrụ anwụ anwụchaala. Ha kwenyekwara na onye nwụrụ ajọ ọnwụ, onye ebighị ezigbo ndụ mgbe ọ nọ n'ụwa a na onye nwụrụ ọnwụ ike, na-apụta oge ha nwụcharala, na-akpaghaṛị, na-eyigharịkwa ndị nọ ndụ, egwu. Ọ bụ mkpụrụ obi ndị nke erubeghị ebe ha na-eje, na-apụta n'ụdị onye ahụ nwụrụ anwụ na-akpagharị. Ọ bụ ihe dị otu ka ha maara dị ka mmụọ.

Mana ọtụtụ ndị ọka mmụta ụfọdụ na-akọwa na o nweghị ihe ga-emekwa ka onye nwụrụ anwụ pụta n'ụwa ọzọ. na ihe ahụ

ụfọdụ ndị mmadụ na-ahụ sị na ọ bụ mmụọ ndị nwụrụ anwụ bụ oke egwu ọtụtụ ha na-enwe, eyimnuche ha na nkwenye ha, na-ebutere ha nke a, na ọ bụ onye kwetara na mmụọ ndị nwụrụ anwụ na-apụta na-abụ ọ hụ ihe dị ka ukwu osisi n'abalị maọbụ akpa ọchịchịrị, nnukwu egwu ejide ya, isi ebuo ya, ọ sị na ya ahụla mmụọ. Onye ahụ ahụghị mmụọ kama ọ bụ eyimnuche ya mere ya ọ dị ka ọ bụ mmụọ ka ọ hụrụ.

Ụfọdụ ndị ọka mmụta ndị ọzọ na-akọwakwa na ọ bụ onye ahụbeghị mmụọ anaghị ama ka isi ya na-aha. Na onye ọbụla sị na mmụọ adịghị bụ aka ka ọ na-akụ n'abịa ndị mmụọ. Maka na ọ baghị uru ị jụwa ma mmụọ ọ dịkwa n'ihi na mmụọ dị, na-akpagharị. Kama ọ bụghị anya niile na-ahụ ya. Na ọ bụ isi zuru okpiri na-ebu okpiri maka na ọ bụ dibịa kata ahụ, ọ gaa n'ajọ ọhịa ga bute mkpọrọgwụ.

Ọtụtụ ndị okenye isi awọ e nwere n'obodo na-akọwasi ike na ọ na-abụ nwata kwuwaa ọnụ ọ sị na ya agwagbuo ọgaranya n'okwu. Na ọ bụ naanị ọmara ajụ nọkatara jụwa nne ya ma ụgbọgụrụ ọ na-amị anyụ. A naghị ajụ ajụ ma mmụọ ọ dịkwa n'ihi na ọ bụ ajụjụ nzuzu. Mmụọ dị. Onye sikarịa ngọ chọọ ka o were anya ya hụ, e mee ya ọ hụ mmụọ. Kama ọ hụ mmụọ, ya gbakwala ọsọ maka na ọ na-abụ nwata rie awọ ọ jụ anụ. Mmụọ bụ ihe malitere kemgbe ụwa a malitere. Ọ bụrụ na e nweghị mmụọ, ndị be anyị agaghị enwe ihe ha na-akpọ mmụọ. Ọ bụ maka na ọ dị kpatara o jiri nwee aha. Maka na ọ bụrụ na ọ dịghị, ọ gaghịkwa enwe aha.

Ndị nwụrụ an wụ na-apụta n'ụdị ndị mmụọ n'ezie n'ihi na o nweela ndị sị na ha ejirila anya ha were hụ. Ndị dị otu a na-asị

na ha ji mbe dị ndụ agba afa mgbe ọbụla ha na-akọ maka ndị mmụọ. Ụfọdụ ndị mmadụ akọọkwala akụkọ banyere otu ha si anụ ụzụ na mkpọtụ dị iche iche mmadụ na-eme n'ebe a na-eli ndị nwụrụ anwụ, mana i lee anya ka ị hụ ndị na-eme ụzụ ahụ, ọ dịghị ndị ị ga-ahụ. Mgbe ochie, e nwere ọhịa dị iche iche ebe a na-eli ndị nwụrụ ụdịrị ọnwụ ọjọọ dị iche iche. Akụkọ na-akọ na ọ bụrụ na a na-agafe n'ụfọdụ ajọ ọhịa ndị a, ụzụ na mkpọtụ na-arị ibe ya elu.

Ụfọdụ ajọ ọhịa dị otu a ka a na-akọwa na ọ na-abụ a na-agafe ebe ha dị, a na-anụ ka a na-eti egwu, na-agụ egwu, na-enwe ańụrị. I lee anya ebe ahụ ọ dịghị onye ọbụla ị ga-ahụ.

E nwekwara ndị na-akọwa na ha ewerela ụgbọala ha maọbụ ọgbatumtum ha gbafeta otu ebe, ọkụ dị n'ụgbọala ha maọbụ ọgbatumtum ha na-anya nyụọ. Oge ha gafechara ebe ahụ ọkụ ahụ amalitekwa nwube. Ọ bụ gịnị na-akpata nke a? Ọ bụ ndị mmụọ nọ ebe ahụ menyụrụ ọkụ ahụ n'ihi na ha achọghị ọkụ.

O nweekwala ndị kwuru na onye nke ha maọbụ enyi ha nwụrụ, ha amaghị na ọ nwụrụ, onye ahụ nwụrụ anwụ na-abịakwute ha, ha na ya anọrọ. Ozigbo ha chọpụtara maọbụ nata ozi na onye ahụ anwụọla, onye ahụ emee barịm, a gaghịkwa ahụ ya ọzọ. Ọ bụ onye ahụ nwụrụ anwụ ka a ga-asị na ọ bụ ya si n'ọnwụ kulie bịakwute ndị nọ ndụ ka ọ bụ mmụo onye ahụ nwụrụ anwụ na-eme mkpagharị ahụ?

Ụfọdụ ndị mmadụ ekwuokwala otu ha siri pụta n'ụzọ hụ ndị chere ha ọgụ, ha na ha malite lụwa ọgụ. Ha tie mkpu ka ndị

mmadụ bịa nyere ha aka, mgbe ndị mmadụ gbaara bịa ebe ahụ, ọ dịghị ndị ọbụla ha ga-ahụ karịkwaa naanị onye ahụ tiri mkpu ka a bịa nyere ya aka. A ga-ahụ ya ka ọ na-apị aka ọkpọ na-esu, mana ọ dịghị onye ọbụla a ga-ahụ anya ọ na-esu ọkpọ ahụ. Naanị ikuku ka a ga na-ahụ, mana ihe ị ga-eji mara n'ezie na o nwere ndị ya na ha na-alụ ọgụ ahụ bụ site n'ihe si ya n'ọnụ apụta na ahụ ọ ga-emerụcha. Mgbe onye ahụ ga-eji mara na ọ bụ ya na ndị mmụọ na-achịpụ ya bụ oge a lụkatara ọgụ ọ gaghịzi ahụ ndị ya na ha na-alụ ọgụ ahụ.

O nwekwara ndị ọ na-abụ ha na-aga n'ụzọ, maọbụ n'ụtụtụ, ehihie, maọbụ n'abalị, ha anụ ka a kpọrọ ha oku. Ha tụgharịa legharịchaa anya nke ọma, ọ dịghị onye ha ga-ahụ kpọrọ ha oku ahụ. Ha amalitekwa gawa ebe ha na-aga, oku ebidokwa kpọwa ha ọzọ. Ndị katara ahụ chọpụta na ọ bụghị mmadụ dị ndụ na-akpọ ha oku ahụ, ha na-amalitekwa akpọ ndị ahụ maọbụ onye na-akpọ ha oku ahụ iyi, na-agọ ya ọfọ, na-achi ya aja, ka arụ o metara sowe ya.

Ọtụtụ ndị na-arụtụkwa aka na ha nọ n'ụlọ na-anụ ka okwute na-ada n'elu ụlọ ha. Oge ha pụtara ka ha mara onye na-eme nke a, ọ dịghị onye ha ga-ahụ. Ịtụ okwute ahụ ga-akwụsịkwa. Mana ha baghachikwa n'ụlọ ha, a malitekwa tụwa okwute ahụ. Ụfọdụ na-abụkwa ha na-arahụ ụra n'abalị n'ime ndeeri, ha ana-anụ ikiri ụkwụ mmadụ, ha pụta baa mba, ikiri ụkwụ ahụ akwụsị. Ha lakpukwaa, ọ malitekwa. Nke a anaghị akwụsị tutuu ha emee ihe dibịa gwara ha ka ha mee. A naghị ajụ ajụ ma ndị nwụrụ anwụ ọ na-apụta n'ihi na ọtụtụ ihe egwu dị iche iche emeela

ndị mmadụ ha jiri kweta ma kwenyesie ike na ndị nwụrụ anwụ na-apụta n'ụdị ndị mmụọ.

Kama ọtụtụ ndị mmadụ na-akọwa na akụkọ ahụ niile ndị mmadụ na-akọ, ma ndị sị na ha hụrụ n'anya, ma ndị nụrụ na ntị, bụ akụkọ achịtaghị aja ọbụla n'ihi na ọ bụ ihe onye kpọrọ nkịta be ya ka ọ na-aza ya. Ndị na-arụ ụdịrị ụka a na-akọwa na ọ bụ oke ọgwụ ndị ahụ nwụrụ anwụ gwọkọbara mgbe ha nọ ndụ na-akpa ike ahụ niile, a na-asị na ọ bụ ndị nwụrụ anwụ na-akpa. Ndị dị otu a na-akọwa na ajọ ọgwụ ụfọdụ ka mmadụ akpa ike. Ọ bụrụ na mmadụ nwụo, e merụghị ajọ ọgwụ niile ahụ ọ gwọkọbara o jiri chedo onwe ya mgbe ọ nọ ndụ, e lichaa onye ahụ, ọgwụ ndị ahụ ga-amalitekwa kpawa ike ka onye ahụ.

Mgbe ụfọdụ, ọ na-abụ ụfọdụ oke mmadụ nwụọ, mkpurụ obi ya agaghị esoro ya nwụo, ahụ ya niile ga-ajụcha oyi nke ọma ka ahụ onye nwụrụ anwụ. Anya ya ga-emechikwa emechi ka nke onye nwụrụ anwụ. Ahụ ya ga-atọgbọrọkwa, ọ dịghị nke ga na-emetụ ụńara. Ọ bụ naanị mkpụrụ obi ya ga na-emeli elu na-emetụ ala. Mgbe mkpụrụ obi ya ga-eji soro ahụ ya ndị ọzọ were nwụọ bụ mgbe e merụchara ma mebichakwaa ajọ ọgwụ na oke ọgwụ niile onye ahụ jiri chebido onwe ya mgbe ọ nọ ndụ. Mana ọ bụrụ na onye dị otu a gwọrọ nnukwu agwọ anwụọ, na-ataghị ahụhụ ọbụla, e lie ya na-ajụghị ase ọbụla, a ga-echere aka ghọrọ nsogbu ga-eso ọnwụ onye ahụ n'azụ. Ọgwụ niile ahụ ọ gwọkọbara ga-amalitekwa kpawa agwa ka uriom nwe nnekwu n'ihi na ọ na-abụ anya pịa iku elewe ihe anya na-ele. Maka isi chaa, nkuubu eburu. Ọgwụ ahụ ga na-apụta n'ụdịrị onye ahụ, na-enyeghariịkwa ndị nọ ndụ nsogbu. Nsogbu ahụ ga-akwụsị

ma ọ bụrụ na e merụchaa ihe ahụ niile ọ mekọbara. Ọ bụrụkwanụ na ndị nwe onye ahụ amaghị ihe ha ga-eme, ha agakwuru oke dibịa were mee ka o siri gwa ha mee.

Mana ajụjụ wee bụrụ: Ọ bụrụ na ọgwụ ndị ahụ apụta n'ụdịrị onye ahụ gwọrọ ha nwụrụla anwụ were na-akpaghari, kedụ ihe onye hụrụ ya n'ụdịrị onye ahụ nwụrụ anwụ ọ dị ka ya wee pụta, ga-asị na ọ hụrụ? Ọ bụ mmụọ onye nwụrụ anwụ ka ọ ga-asị na ọ hụrụ? N'ihi ya, ọ bụ eziokwu na ndị nwụrụ anwụ na-apụta n'ụdịrị ndị mmụọ?

## EDEMEDE NKỌWAMI (EXPOSITORY ESSAY)

Ụdịrị edemede a sokwu n'edemede na-aghanye ụmụakwụkwọ aja n'anya n'odide ya. Ha anaghị ama otu ha ga-esi bido dewe ya ma ọ bụrụ na a sị ha dee ya. Ụfọdụ na-abụkwanụ ha malite dewe ya, ha dee nwantakịrị, ha atọ n'ụzọ. Ha agaghịkwa ama maọbụ gawa agawa ka ọ bụ lawa alawa.

Edemede nkọwami bụ edemede isiokwu ya na-adị omimi nke a chọrọ ka i mee ka omimi ya ahụ see elu. Isokwu ụdịrị edemede a na-abụ ihe ị na-anụ kwa mgbe mana a sị gị kọwaa ya ị hụ na nkọwa ya adịghị mfe ma ọlị. Ị ga-ama ihe ọ pụtara mana ị gaghị ama otu a ga-esi kọwaa ya. Ọ na-abụkanarị edemede a na-eji akọnauche zuru oke na-ede. Ọ bụghị edemede a na-adakwasa isokwu ya n'ike were malite dewe ya. Ọ bụ edemede uche. Onye echebaghịrị ya uche ime nke ọma ga-ahụ na ọ maara ihe a sị ya dee, mana ọ gaghị ama otu ọ ga-esi dee ya. Ụdịrị isiokwu e nwere ike inye gị ka i dee maka ha n'edemede

nkọwami a bụ ihe dị ka: ***Ọnwụ, Ańụrị, Ịhụnanya, Isi ike, Echiche, Iwe*** dgz. Ọ bụrụ na e nye gị ụdịrị isiokwu a ka i dee, ihe ị ga-eme bụ na ị ga-agba mbọ kọwaa ya bụ isiokwu mee ka omimi ahụ ọ dị, na nghọta ya, pụta ìhè site n'ịkọwa ụdịrị agwa ọ na-akpa, ihe o merela, na otu ndị mmadụ siri hụ ya. Mgbe ụfọdụ n'ụdịrị edemede a, i nwere ike iwebata ihe ịmaatụ ma ọ dị na mkpa n'edemede gị. Kama jidekwa n'aka na ihe ọmụmaatụ gị adịghị iche n'ihe a sịrị gị dee maka ya.

Nke a bụ ịmaatụ nkọwa edemede nkọwami.

## Dee edemede maka Ọnwụ

Ọ bụrụ na a chọwa igbu anụ ndị na-emerụ ala, e buru ụzọ gbuo nwamkpi. A chọwa ihe ndị na-emenye mmadụ egwu n'ụwa a, ọ bụ ọnwụ ka a ga-akpọ aha izizi. Ọnwụ emesiela ndị mmadụ ike n'ụwa a. Ọ bokwala ọtụtụ ezinaụlọ àpà ala ala. O kụọla ụfọdụ ngwụrọ, mee ụfọdụ taa kpuchie ọnụ. Ọnwụ abụghị ihe ọ na-abụ a pụta ụra n'ụtụtụ e cheta n'ihi na ọ naghị eme mmadụ ihe ele anya n'azụ. Ọnwụ moro obi n'azụ maka na ihe ọbụla o riwere ọ gwụghị, ọ gaghị ezu ike. Mgbe ọbụla ka ọnwụ na-achụgharị ndị mmadụ. Ọ chụrụ ha gaa n'elu, ọ chụrụ ha gaa n'ala. Ọ naghịkwa ezu ike naanị ma o nwetara onye ahụ. Ọ bụrụgodu na onye ahụ gbanahụ ya na nwata, o chere ya n'agadi. Iwu bụ na onye ahụ ga-erurịrị ya aka.

Ọnwụ abụghị ezigbo ihe. Ọ naghị adị mma na ntị mana ọ bụ ihe dị, na-eche onye ọbụla nọ ndụ. Mmadụ niile nọ n'ụwa a nwere oke nke ha n'ebe ọnwụ dị. A gbataghị ya n'ọsọ. Ọ bụghịkwa ihe a na-eweta n'iwe. A naghịkwa emere ya obi ọjọọ

n’ihi na onye ọbụla nwere oke nke ya. Oke onye ọbụla na-echesi ya ike. Ọ dịghịkwa onye na-eketara ya ibe ya. Ọ bụ mgbe onye jiri nwụọ ọ bụrụ na o kerela oke nke ya ma hapụkwara ndị ọzọ nke ha. Onye ọbụla ji ụgwọ ga-akwụ ya. Ọnwụ bụ ụgwọ onye ọbụla ji. Onye nwụọ, ọ bụrụ na ị kwụọla ụgwọ o ji. N’ihi ya, anyị niile jichaa ọnwụ ụgwọ. Mgbe ọbụla i jiri kwụo nke gị ọ bụrụ na ị gbarala isi onwe gị. A naghị akwụchitere mmadụ ụgwọ ọnwụ. Ihe ọ masịrị gị nwee n’elu ụwa a anyị nọ, mgbe ọbụla ọnwụ bịara gị ụgwọ, ị kwụọ ya ụgwọ i ji ya. Mgbagha ọbụla adịghịkwa na ya.

Ọnwụ na-atụ ezigbo egwu ma e cheta ya. Ndị mmadụ na-abụpụkwa asọ ma a kpọta ya aha. Ntị nụrụ ya mbụ anaghị achọ ka ọ nụzuo ya ugboro abụọ. Ebe ọbụla ọ batakwaranụ abata, a na-ana ya ògwùgwù otu ahụ e si ana egbe buuru ọkụkọ. A na-akpọkwuazị ya iyi dị iche iche, na-agọ ya ọfọ, na-achị ya aja maka agwa ọ bịara kpaa. Kedụ ihe kpatara e ji eme ọnwụ ihe dị otu a? Ọ bụ diọkpara amaghị ihe hụchara nkwụ were jụwa nna ya ihe na-amị akwụ. Ọnwụ na-arụ ala, na-epu eze elu. Ọ na-anyụ ndị mmadụ anya. Ọ na-akwachapụ mmadụ aka ebe onye ahụ bidoro aka. Ọ na-ebutere mmadụ akwa arịrị ebighi ebi. Ewoo! Ọnwụ amaghị onye nwụrụ ụzụ akwa ya na-ahịọ.

Ihe ọnwụ na-eme n’ụwa a adịghị mma ọkụkọ. A hụghị onye a kọọrọ, onye a kọọrọ ahụghịkwanụ ihe o kwuru. Gị na mmadụ ga-anọkata otu a, ọ tọgbọrọ gbatịa onwe ya, mechie anya ya abụọ kpamkpam chịrị aka na ọkpa wụsa n’ala. Ị kpọọ ya oku ọ gaghị aza gị. Ị kwatụ ya aka, ọ gaghị emtụ ahụ ụńara. I tie mkpu elu, tie mkpu ala, ọ gaghị atụpụrụ gị ọnụ. I bee akwa elu,

bee akwa ala, ọ hapụ gị na-ele anya ebe ọzọ. Ọ bụ gịnị mere? Ọnwụ akpaala agwa ya. Ọ naghị egbu ele anya n'azụ. A naghị ama mgbe ọ batara. Tupu a mara na ọ batara, ọ pụọlarị. O nweghịkwa ihe ga-eme ka ọ hapụ nke o nwetara, aka. Kama ọ ga-ahapụ ya, kama o werekwa ọzọ.

Ọnwụ nyịrị onye ukwu, nyịa onye nta. Ị ga-ejide ihe n'aka, ọnwụ abịa gbaghee gị aka nara gị ihe ahụ i ji. Ọ dịghị ihe ị ga-eme. Ụdị dimkpa ọ masịrị gị bụrụ, ụdịrị ike ọ sọrọ gị sie, ọnwụ bịa a gaghị agwa gị na ọ bịara n'ihi na a naghị agwa ochi ntị na agha esula. Ọ bụghị mmadụ na-agwa gị na ihe karịrị gị abịakwutela gị maka na ọ na-egbu gị, ọ dịghị ihe ọbụla ị maara ị ga-eme ya karịkwaa n'ikweta na nke o kwuru.

Ọ bụ eziokwu na ọnwụ karịchara ihe niile Chukwu kere eke na-eku ume. Mana ọ bụ otu ihe karịrị ọnwụ. Ihe ahụ bụ Chukwu Nna bi n'eluigwe. Ọ kpachaa ike niile ọ ga-akpa were ruo ebe Olisa nọ, ọ kpachaa ike ya, chịrị ọwa wụsa n'ihi na mmadụ anaghị anyụ nsị n'ebe iriro ka ya ogo dị. Onye ara nwere onye ọ na-anụrụ ihe. Ọnwụ, ị karịrị mmadụ na ihe ndị ọzọ na-eku ume mana Chineke Nna anyị karịrị gị.

Ọtụttụ ndị ọkammụta emeela ihe dị iche iche ha nwere ike ime iji were meminaa ọnwụ, mana mbọ niile ha gbara bụ mmiri ka ha wụsara na mkpume n'ihi na nwata na nna ya anaghị esi ogologo. Ihe karịrị mmadụ karịrị chi ya. Ọ dịghịkwanụ onye ọbụla maara ihe a ga-eme ka ọnwụ laa. Ime nke a nyịrị mmadụ otu ịnyụ amịrị si were nyị ọkụkọ.

Mana naanị nchekwube dị na ya bụ **na ọnwụ agaghịkwa adị mgbe ọbụla ọnwụ nwụrụ.**

## EDEMEDE MKPARỊTAỤKA (DIALOGUE)

Nke a bụ edemede na-agbakwasa ụkwụ n'etiti mmadụ naabọ na-akparịta nkata. Onye kwuo; onye ọ na-agwa asaa ya. Ọ bụ nkata ahụ ha na-akparịta ka a na-esi otu otu ahụ ha si akpa ya were detuo ya. A na-edepụtakwa aha ndị ahụ na-akparịta ya bụ ụbụbọ. Onye e dere aha ya, e depụta ihe o kwuru na otu o siri kwuo ya kpọmkwem. A naghị etinye etinye maọbụ wepụ ewepụ n'okwu ndị ahụ ha na-ekwu. Ọ bụ otu ahụ ha siri kwuo ya ka ọ ga-esi dị.

Lee edemede ịmaatụ maka mkparịtaụka dị n'etiti mmadụ abụọ:

### Dee maka mkparịtaụka dị n'etiti ụmụakwụkwọ abụọ banyere ule Siniọ Sekọndịrị ha ga-elele n'oge eteghịzi aka.

Emeka: Nọnsọ, nna a, ị na-akwadokwa?

Nọnsọ: Akwado gịnị?

Emeka: Ọ bụ na i chetaghị ihe anyị na-achọ ịzọbanye ụkwụ n'ime ya n'oge eteghị aka?

Nọnsọ: Emeka nwanne m, aghọtala m ihe ị na-ekwu maka ya, kama ihe mere m jighị mata isi ihe ị na-ekwu na mbụ bụ na uche abụọ anaghị ekwe onye ọrịa rie ihe o nwere. Di anyị, ana m anwa oko m.

Ana m agba mbọ otu ike kwere m. Kedụkwanụ ka gị onwe gị si eje na ya bụ ubi were na-eche ka ji kaa?

Emeka: Nọnso, iji gwa gị eziokwu, anwụọla m anwụ, ike akwụkwọ a mmadụ na-agụ agwụla m. Legodu otu m dịzi ugbua. Isi achọola ịkwọchapụ m ebe m na-esi ọnwụ na-agụ akwụkwọ ka m mara ma m ga-eso turu ugo ma e lelechaa ya bụ ule.

Nọnso: Emeka, ị ka hụrụ ọnụ okwu. Mụ onwe m ahụghịzikwa ụzọ. Ule Siniọ Sekọndịrị a na-abịa na-achọ imemina m. Legodu otu m dịzi. Adịghịzi m ka mmadụ. Mgbe ọbụla m lere onwe m anya n'enyo, onwe m ana-atụcha m egwu n'ihi na a dịzi m ka ndị mmụọ gbara ọkụ. Ọ bụghị otu m dị ugbua ka mmadụ na-adị. Atachaala m ahụ. Ọ bụzi naanị okpokoro isi m mapụtaziri n'ahụ m niile.

Emeka: Ihe a ị na-ekwu na-atọ m ọchị n'ihi na o doro mụ anya nke ọma na otu ọbụla ị dị ugbua, na ị ka m mma. Maka onye ọbụla hụrụ anyị abụọ ga-ebugodu ụzọ were gị tupu o lee m anya. Ule a akpaala m aka ọjọọ n'ahụ.

Nọnso: N'ezie, nkwado ọgụ ka ọlụlụ ya. Ị makwa na o meela ihe dị ka izu ụka abụọ m tinyedebere ụra n'anya m a. Mana nke kacha ewute m bụ na ọ na-

abụ m na-agụ ihe ndị anyị nwere, anyị kwesịrị ịgụcha tupu anyị abanye n'ule, ọ na-adị m ka ọ naghị agwụ agwụ.

Emeka: Nọnso, ihe ahụ na-eme m, ọ na-eme gị? Ọ na-abụ m gụkata were tụyewe akwụkwọ m ka m mara ndị mụ agụbeghị otu ha ha, ọ dị m ka m amalitebeghị n'ihi na ihe a ka ga-agụ agụ karịrị ndị a gụrụla agụ. Ma lee, ule anyị eruola eru.

Nọnso: Ọ bụrụ na mmadụ tachaa ahụhụ niile a were daa ya bụ ule, kedụ ihe onye ahụ ga-eme?

Emeka: Taa Nọnso! Gbụfuo asọ. Chukwu agaghị ekwe ka nke a mee. Ị makwa na ihere ga-emegbu anyị ma ọ bụrụ na anyị daa ule a. Ndị asịrị ga-amalitekwa sịwa ihe dị ha mma.

Nọnso: Ụfọdụ ga-asịkwa na ọ bụ ngala anyị na-eme kwaturu anyị n'ihi na ọ bụ ngala buru ụzọ ọdịda esowe ya.

Emeka: Ọ bụghị naanị nke ahụ. O nwekwara ndị ga-abọrọ anyị ntọọ, na-asị ma anyị echechaala maka ndụ ọma ma ya fọdụzịa iche maka akwụkwọ anyị.

Nọnso: Ụfọdụ ga-asịkwa na ọ bụ ka ule akwụkwọ anyị ruru ka anyị jiri mara na ịgụ akwụkwọ dị mkpa maka onye ọbụla chọrọ ịlafere n'ule.

Emeka: Mana Nọnso, ọ bụghị naanị ihe ndị ahụ ndị mmadụ ga-asị ma m daa kacha eche m. Ihe kacha ga-ewute m bụ na ọdịda m ga-akpụghachi m azụ. Eso m na ndị lelere ule J.A.M.B n'afọ a maka ịba mahadum. Ejikwa m n'aka, jidesịa ike na ụkwụ agaghị akpọ m n'ule ahụ, na J.A.M.B. ga-akpọrịrị m maka ama m ihe m dere. Mana ọ bụrụ na J.A.M.B. kpọọ m, mana adara m ule Siniọ Sekọndịrị m, ị hụghị na ọkụkọ agbasaala okpesi n'ihi na ihe a na-afụ apịala.

Nọnso: Emeka, ọ kwa ị maara na m lelekwuru J.A.M.B. N'ihi ya, ihe ndị ahụ ị na-eche bụ ihe m na-eche. Mana ebe echiche nke m jizi were karịa nke gị bụ na nne m na nna m amalitelarị kwadobere m maka ịba Mahadum n'afọ a. Ha nwere ezigbo nchekwube na ọ dịghị ihe ga-eme ka m ghara ịbanye Mahadum. Emeka, chee otu ihu na anya ga-adị m na ha, ma ọ bụrụ na ule a anyị na-akwado ilele ekpoo m n'ọkpa.

Emeka: Nọnso, ka anyị hapụgodu ihe niile anyị na-eche ugbua jisie ike gụwagodu akwụkwọ anyị. Chukwu ga-enyere anyị aka, anyị enwetachaa ihe anyị na-achọ. Chineke agaghị ekwe ka ụkwụ ọbụla kpọọ anyị na mbọ niile a anyị na-agba n'ebe akwụkwọ anyị dị ugbua iji were hụ na anyị lafeere nke ọma.

Nọnso: Ka o ree ka i si were kwuo. Ka anyị gụwa akwụkwọ anyị gụsiwe ya ike n'ihi na ọgba ọsọ anaghị agbadebe ọsọ naanị ma ihe na-achụ ya ọ chụdebere ya.

Emeka, ka ọ dị. ka Chukwu nọnyere anyị.

**EDEMEDE NRỤRỊTAỤKA (DEBATE)**

**Nrụrịtaụka** bụ nnagha okwu na-adị n'etiti mmadụ abụọ maọbụ òtù abụọ. Ndị na-arụrịta ya bụ ụka ga-enwe otu ọkpụrụkpụ isiokwu ha ga na-ekwu maka ya. Nrụrịtaụka dịkwa iche n'arụmụka. Ha abụọ abụghị ótù. Na nrụrịtaụka, otu abụọ na-eme ya ga-enweịrị akụkụ ebe ha kwụ **(ma ha kwenyere maọbụ na ha ekwenyeghị)** n'isiokwu ha na-ekwu maka ya. Akụkụ ọbụla ị họtara ịkwụ ka ị ga-akwụdosi ike na ya tutuu nrụrịtaụka ahụ abịa n'isi njedebe. Òtù abụọ maọbụ mmadụ abụọ na-arụrịta ụka na-anọ n'elu onye ga-emeri ibe ya. Onye na-ekwu, ọ na-ewepụta ọkpụrụkpụ okwu dị na nkwenye ya iji were mee ka ndị na-ege ya ntị sonyere ya n'echiche nke ya banyere isiokwu ahụ.

A bịa n'arụmụka, ọ bụ otu naabọ maọbụ mmadụ abụọ na-eme ya. Mana ihe kpatara o jiri dị iche bụ na onye na-arụ ụka anaghị akwụ otu ebe. Ọ gaa n'ihu, ọ gaa n'azụ. O kwekata na nke ọ na-ekwu, o kwetawa na nke onye ya na ya na-arụ ya bụ ụka. O mechaa nke a, ọ laghachikwa na nkwenye ya n'izizi banyere isiokwu ahụ a na-ekwu maka ya.

Mana na nrụrịtaụka, onye na-eme ya na-akwụ otu ebe, kwụsie ike. Ọ naghị agbagharị agbagharị. Ọ nwaa anwa hapụ ihe ọ na-ekwu maka ya were kwuwe ihe ọzọ, ọ mara na o werela aka ya gwuo ili onwe ya na nrụrịtaụka ahụ. Nke a bụ otu ha (nrụrịtaụka na arụmụka) siri dị iche na nghọta ha.

Lee edemede nrụrịtaụka nke a: Gụọ ya ma chọpụtakwa ihe dị iche n'ime ya na arụmụka ahụ e derela na mbụ n'akwụkwọ a mgbe a na-akọwa maka edemede arụmụka.

Dee edemede nrụrịtaụka: **Na i kwenyere maọbụ na i kwenyeghị, na ọbịbịa ndị ọcha bịara n'ala Igbo bụụrụ anyị uru, ọ bụghị ọghọm.**

onyeisioche, onyenkuzi, ndị nkebi okwu, ụmụakwụkwọ, ọhanaeze na-ege m ntị, ndị nrụrịtaụka ibe m. Udo dịrị unu. Onye mara nke o chiri, ya biko zere. Mmà onye ji egbu anyụnahụla ya na nkọ. Nko onye ji eko, akwalaa. Kachaanụ! Akwụ m ebe a were na-ekwu na-ekwusi ike na ọbịbịa ndị ọcha bịara n'ala Igbo bụụrụ anyị nnukwu uru, ọ bụghị ọghọm chaa chaa.

Ndị ọma m ji eme ọnụ, onye hụchara ozu ele were na-achọ nzọụkwụ ya mara na ọ bụrụ na o nweghị ihe na-eme ya n'isi, o nwere ihe ọ na-eme. Ọ bụghị onye hụchaa ọcha ọ sị na ọ hurụ oji. Onye hụkwaranụ eziokwu were na-agbakpo ya aja mara na ọ bụ nwaanyị chọọ ịchọ nwunye di ya okwu ọ sị ya nye ya

mmanụ ka o were taa akwụ. Uru ọbịbịa ndị ọcha bịara n'ala Igbo anyị baara anyị adịghị obere.

Ọbịbịa ndị ọcha na be anyị wetaara anyị ekpemekpe ụka ọgbaraọhụrụ nke anyị na-ekpe ugbua. Ụdịrị ụka ha wetaara anyị mere ka ndị be anyị kwụsị ikpere arụsị, isekpuru osisi, mkpume, mmiri na ọtụtụ ihe ndị ọzọ dị ka chi ha. Ndị ọcha bịara mee ka ha ghọta na ihe ndị ahụ ha na-esekpuru abụghị chi ha. Na chi ha nke kere ha nọ n'eluigwe. Kama ha ga-esi n'ụmụ ihe ndị ahụ dị iche iche were na-ekpere Chineke, ka ha site n'aka Ọkpara Chineke bụkwuazị Chukwu were na-ekpere Nna anyị nke ahụ bi n'eluigwe anaghị ahụ anya. Ugbua, n'ala anyị e nweela ọtụtụ ụlọụka ọgbaraọhụrụ a rụgachara ebe dị iche iche maka mgbakọtaọnụ nke ndị kwere na Chineke, ma nwoke ma nwaanyị, ma nwata ma okenye. O nweghịzikwa ihe dị ka okwuarụsị ebe ọ bụ naanị ndịiche na eze mmụọ na-aga na ya, maọbụ na-anọ na ya.

Tupu ndị ọcha bịa be anyị, anyị nwere ihe a na-akpọ ohu na osu. Ohu bụ mmadụ a zụtara azụta na-eme ihe ọbụla a gwara ya ka o mee. A na-eji ohu ekpo ahịhịa n'ala Igbo mgbe ahụ ma werekwa ya na-ehicha ike. A naghịkwa ewe ohu dị ka mmadụ ndị ọzọ. Onye ọbụla bụ ohu anaghịkwa eme ihe ọbụla onye abụghị ohu ga-eme. Onye nwere ohu na-ejikwa ohu ya eme ihe masịrị ya. Osu bụkwa onye a gọọrọ arụsị. Osu na mmadụ nkịtị anaghịkwa emekọrịta. Ya na nwaamaala anaghị anọkọ n'otu ụlọ. Ọ bụ n'okwu arụsị ahụ a gọọrọ ya ka ọ ga na-anọ. Ọ bụkwa ebe ahụ ka ọ ga na-arahụ. Ohu na Osu chọọ ịlu nwaanyị maọbụ chọọ inwe mmekọrịta mmadụ na ibe ya, ha achọwa ohu

na osu ibe ha. Mana ọbịbịa ndị ọcha na be anyị mere ka anyị ghọta na ohu na osu bụ mmadụ ibe anyị. Ọ dịghị ihe ọbụla dị iche. Na ọ bụ otu Chukwu siri kee anyị ka o siri kee ha. Ịkpa oke na nkewa n'ebe ha nọ bụ ime arụ megide Chukwu anyị. Onye ọbụla kwesịrị iwere mmadụ ibe ya dị ka nwanne ya.

Ọzọ kwa bụ na ọbịbịa ndị ọcha mere ka igbu ejima laa na be anyị. Na be anyị n'oge ochie tupu ndị ọcha abịa, nwaanyị ọbụla mụrụ ụmụ abụọ n'otu mgbe mere arụ. Ọ bụ ụmụ abụọ ahụ ọ mụrụ ka a na-akpọ ejima. A ga-egbu ụmụntakịrị ahụ, chụpụ nne mụtara ha. A na-egbu ụmụaka ahụ site n'ịpịgbu ha apịgbu maọbụ kupụ ha n'ajọ ọhịa ebe mmiri na anwụ ga-anọ meminaa ha. Ụfọdụ n'ime ha ka ọ na-abụ e kupụ ha n'ajọ ọhịa, erugheru atagbuchaa ha. Ndị be anyị, ihe dị otu a ọ dị mma n'ihu mmadụ na kwa n'ihu Chukwu? Mbanụ! Ọtụtụ n'ime ndị e si n'ụzọ dị otu a gbuo bụ ndị gaara ịbara obodo anyị oke uru. Mana ajọ omenaala dị otu a richara isi ha. Ekele dịrị ndị ọcha bịara n'ala anyị were kwụsị nke ahụ.

Ọbịbịa ndị ọcha nyekwaara anyị aka n'iwulite ọrụ ugbo. Ọbịbịa ndị ọcha mere ka anyị ghọta na ọ bụghị naanị ọgụ na mma ka mmadụ ga-eji rụpụta erimeri na gbanyụụ. Ha mere ka anyị chọpụta na o nwere ihe a ga-eme ala achọghị imepụta nri ka o meta nri nke ọma. E nwekwara ọtụtụ ihe ndị ọzọ dị ka igwe dị iche iche e ji arụ ọrụ ugbo ọbịbịa ha weteere anyị. Ọbịbịa ha mekwara ka anyị kwụsị ịdị na-arụ ọrụ ugbo n'ìsì site n'ụdịrị nkuzi na ihe ọmụmụ dị iche iche banyere ọrụ ugbo.

Ndị ọcha ji agụmakwụkwọ were wụchie na be anyị. Kedụ uru ka nke a? Ugbua, ọtụtụ ndị Igbo amarala ka e si agụ na ka e si ede. Mana tupu ndị ọcha abịa, ọ dịghị onye maara ede aha ya. Ụfọdụ amaghịkwa ihu ha nke ha na-ama azụ ha. Agụmakwụkwọ nyekwaara ndị be anyị aka ka ha bawanyekwuo n'amamihe ha, na nghọta ha, na mmekọrịta ha. Mgbe ochie, mgbe ndị ọcha abịabeghị n'ala Igbo, amamihe ndị be anyị nwere njedebe. Mana ugbua, agụmakwụkwọ emeela ka echiche na ncheta anyị nwere n'ime anyị na-atụ nkọ ka agụba. Ọ bụghịzi naanị n'isi ka ndị be anyị na-ebu ihe niile ha maara, ihe ha mere, na nke e mere ha, nke ọ na-abụ o tee aka ha echefuchaaa. Ha chetagodu ya echeta, ihe dị iche ga-adịrị n'ime ya. Mana, ọbịbịa ndị ọcha wetaara anyị ọgụgụ akwụkwọ emela ka anyị malite detuwe ihe n'akwụkwọ maka ncheta n'oge ọbụla a chọrọ ya.

Ọ baghị uru ịkọwa na ndị be anyị na-achụ nta mmadụ, na-egbucha onwe ha, na-erikwa anụ mmadụ, tupu ndị ọcha abata n'ala be anyị. Ha na-eme nke a n'ezie. Ụdịrị ihe dị otu ahụ ọ dị mma? Ajụjụ ahụ zara onwe ya n'ihi na ọ dịghị mma omume. Mana ndị be anyị na-emecha ha. Ọ bụ ka ndị ọcha bịara be anyị ka ụmụ ajọ agwa ndị ahụ jiri kwụsị. Ndị ọcha mere ka ha ghọta nke ọma na ọ bụ arụ ka ha na-eme n'ihi na ha amaghị ihe ha na-eme. Ọ bụrụ na ndị ọcha abịaghị na be anyị were ruo taa, ị maara ma mụ na gị ọ gaara iso na ndị e jiri mma dulaa mmụọ na-emeghị ihe ọbụla.

Ọ bụghị naanị nke a, tupu ndị ọcha azọchie na be anyị, ndị be anyị na-eji egbe na mma alụso onwe ha ọgụ. Ogbe na ogbe na-

egbusịsị onwe ha. Obodo na obodo na-ebuso onwe ha agha, na-edulacha onwe ha mmụọ. Mana ugbua ndị ọcha batarala na be anyị, ihe ndị dị otu ahụ alaala ka naị.

Ụlọọgwụ ebe a na-agwọ ndị ahụ adịghị jupụtara ebe niile na be anyị ugbua. Anyị e nweburu ụdịrị ụlọọgwụ ndị a mgbe ahụ? Mba! Ọ na-abụ onye rịaba ọrịa mgbe ahụ n'agbanyeghị ụdịrị ọrịa na-arịa ya, a gaa n'ọhịa bụta mgbọrọgwụ nye ya. A naghị eme nnyocha ọbụla ka a mara ụdịrị ọrịa na-arịa onye ahụ. A naghịkwa ajụ ma ọgwụ a sị ya ńụwa ọ karịrị akarị. Ọtụtụ ọrịa ka ọ na-abụ ọ rịa mmadụ mgbe ahụ, e bo ya ajọ mmụọ maọbụ a sị na ọ bụ mmadụ mere onye ahụ ihe ọ na-arịa. A ga-anọ n'elu ịchụ aja, onye ahụ anwụọ. Ebe ụmụnwaanyị dị ime na-anọ amụ nwa mgbe ahụ bụ n'ime ọhịa, n'ubi ha na kwa n'usekwu ha. Ọ bụkwa osisi maọbụ ihe ọbụla ruru ha aka ka ha ji achabi eriri otubo nwata. A naghịkwa ajụ ma nje o nwere ike isi n'ụzọ dị otu ahụ baa n'ahụ nne nwata ahụ nakwa nwa a mụrụ ọhụrụ. A ga-akọwa ole, hapụ ibe ya. Mana kemgbe ndị ọcha batachara na be anyị, ihe ndị ahụ bụrụzịa ihe e jiri mere akụkọ.

Ndị nna nna anyị ha na ụmụ anụmanụ na-azọ ụzọ mgbe ochie n'ihi na ọ dịghị ezigbo okporo ụzọ dị. Naanị warawara ụzọ bụ ihe dị. Warawara ụzọ ndị ahụ dịchakwu n'etiti ọhịa. Ọ bụ naanị ọkpa ka e nwere ike iji gaa n'ụzọ ndị ahụ n'ihi okoroto ọhịa dịcha n'akụkụ ha. Mgbe ụfọdụ, ajọ anụ ụfọdụ dị ka agụ, ọdụm, agwọ, eziọhịa na anụ ndị ọzọ na-atagbu ndị chi ọjọọ ụfọdụ ma ha na ha zuo n'ụzọ. Mana ugbua, e nweela okporoụzọ bekee so ndị ọcha were bata. Anụ ọbụla pụtakwaranụ n'ụzọ bekee, egwu

na-atụ ya maka igbu ya. N'ihi nke a, onye ọbụla nwere ike isoro ụzọ bekee gaa ebe masịrị ya ugbua.

Tupu ndị ọcha abịa, ndị be anyị niile bụ ***ndị oji ụkwụ eje Aba***. Ha bụcha ndị ọgara na Nkwọ lọta n'Eke. Nke a na-akọwa na ọ bụ ọkpa ka ha ji eje ebe ọbụla ha chọrọ ije. Anyịnyaigwe adịghị. Ụgbọala adịghịkwa ma ya fọdụkwa ụgbọelu. Ihe ọbụla ndị be anyị chọrọ ịga mgbe ahụ na-eri ha oge nnukwu n'ihi na tupu ha ewere ọkpa ruo ebe ha na-aga, oge agalahụ ha. Ọ bụghịkwa naanị nke a, ụfọdụ ka ọ na-abụ ha were ọkpa gachaa ebe tere ezigbo aka lọta, ọkpa ha azachaa. Mana ugbua, ọbịbịa ndị ọcha ewetarala anyị ọtụtụ ihe dị iche iche e ji aga njem ngwa ngwa dị ka anyịnyaigwe, ụgbọala, ụgbọmmiri, ụgbọelu na ụgbọigwe (òlòkó).

Ọbịbịa ndị ọcha mere ka azụmahịa gbanyekwuo ezigbo mkpọrọgwụ. Ọ bụghịzi naanị anyị na-azụrịta onwe anyị ahịa. Anyị na ndị mba ọzọ ndị ọzọ dị iche iche na-azụkọzi ahịa, ugbua. Anyị sikwa n'ọbịbịa ha were malite wube ụlọ ngwa ahịa, ụlọego, ụlọakụ, ụlọọrụ dị iche iche. N'ezie, ọbịbịa ndị ọcha mere ka anyị chọpụta na akụnaụba jupụtara na be anyị.

Ọ bụrụ na e sowe ụtọ agbọnọ, anyị arahụ n'ukwu adụ. N'ihi ya, anyị ga-ahapụ ụtọ nkwụ na isi nkwụ ka anyị ńụọnụ ihe nkwụ gbatara. Anyị agaghị agbasoro na nna anyị bịara anyị ụwa were nyegbuo ya na nri. N'ihi ya, ọ bụrụ na anyị kọrọkwanụ uru ọbịbịa ndị ọcha bịara na be anyị gawa, anyị agaghị akọcha ya akọcha n'ihi na ha bụ aja dị n'ala. Mana ka o sila dị, ana m asị

na ebe ọ bụ na a naghị ericha otu ụbọchị, ụbọchị nta ka anyị chụọnụ n'owere nchi. Ndewo nụ!!!

## ODIDE LETA (LETTER WRITING)

Odide leta sokwa n'edemede ọzọ nwataakwụkwọ na-amụ asụsụ Igbo ga na-atụ anya ya n'ule ọbụla ọ ga-elele n'asụsụ Igbo. Ọ bụ ya ka o jiri kwesị ekwesị na nwataakwụkwọ ọbụla na-amụ ka e si ede na ka e si asụ asụsụ Igbo kwesịrị ịmụta nke ọma usoro na otu e si ede leta n'asụsụ Igbo.

Ebe ọ bụ **Òtù nhazi asụsụ Igbo Izugbe** ***(Igbo Standardization Committee)*** dị n'ime otu Iwelite Asụsụ Na Omenaala Igbo ewepụtabeghị usoro Izugbe zuru oke a ga-esi na-ede adreesị leta n'Igbo, o kwesịrị ka onye ọbụla na-ede leta n'Igbo dee adressị ya na bekee. (Otu o kwesịrị ka ọ dị) tutuu were ruo mgbe otu Iwelite Asụsụ Na Omenaala Igbo mechara nnyocha ha ma wepụtakwa ụdịrị kwesịrị ekwesị a ga-esi were na-ede adreesị leta ọbụla n'Igbo.

N'ihi nke a, ị gaghị atụgharịwa adreesị ị ga-eji were nata leta n'Igbo. Ị ga-ede ya otu o siri dị. Ọ bụkwa naanị adressị ka ị ga-ede n'ụdị ahụ. Ihe ndị ọzọ ị ga-ede ga-abụzị n'Igbo malite n'aha ị turu onye ị na-edegara leta ahụ. Ebe ọ bụ na mbido (adreesị gị) ga-abụ na bekee, mmechi leta gị ga-abụ n'Igbo.

Ọ bụrụ na ị na-ede adreesị leta gị, o nwere usoro ndị kwesịrị ka ị gbasoo. Mara otu ị ga-esi na-etinye akaraedemede n'adreesị gị. Ọ bụrụ na ị chọọ itinye akaraedemede n'adreesị gị, i ga-ejide n'aka na i bidoro n'isi tinyeruo akaraedemede gị na

njedebe adreesị gị. Ọ bụghịkwa i tinye akaraedemede n'ụfọdụ okwu dị n'adreesị gị, ị hapụ itinye n'ụfọdụ. Ụdịrị agwa dị otu a nwere ike ibutere gị ọdịda.
Mana ọ bụrụ na ị chọghị itinye akaraedemede n'adreesị gị, e tinyekwala chaa chaa bido n'isi ruo na njedebe gị. Nke ọbụla i kwetara ime, i meruo ya n'isi. E medebekwala ya n'ụzọ.

## ỤDỊRỊ LETA E NWERE

Ọ bụ eziokwu na leta niile bụ leta, mana leta ọbụla nwere ụdị leta ọ bụ. E nwere ụdịrị leta abụọ. Ha bụ leta keụdị *(Formal letter)* na leta kempụnụụdị *(Informal Letter)*. Ụzọ leta abụọ a nwechara ihe ha na-akọwa. Nke ọbụla n'ime ha nwere usoro ọ na-agbaso ma nwekwuazị usoro e si ede ya. Ọ bụghị usoro e jiri dee nke a ka a ga-eji dee nke ọzọ.

Mgbe ọbụla e nyere gị leta ka i dee, gụọ ya nke ọma ka ị mara ụdị leta ọ bụ. Ọ bụ mgbe ị maara ụdịrị leta ọ bụ ka ị ga-eji mara usoro ị ga-eji were dee ya. E mekwala na leta niile bụ leta. Leta ọbụla e nyere gị dee nwere ụdịrị leta ọ bụ. Matakwa ma ọ bụ leta keụdị *(Formal Letter)* ka ọ bụ leta kempụnụụdị *(Informal Letter)*. Marakwa na ọ bụghị otu e si ede leta keụdị ka e si ede leta kempụnụụdị. Adreesị ha anaghịkwa abụ otu.

## LETA KEỤDỊ (FORMAL LETTER)

Nke a bụ leta a chọrọ ka ọ dị n'ụdị o kwesịrị ka ọ dị. Ọ bụ leta na-adị n'ụdị a chọrọ ka ọ dị. Ọ bụghị ụdịrị leta i ga-ede otu ọ siri masị gị. Ọ bụ leta a na-akpachapụrụ anya were na-ede. Ị na-ede ya, ị ga-agba mbọ hụ na i denyechara ihe ndị ahụ dị mkpa n'usoro kwesịrị ka ha dị. Ọ bụghị ụdịrị leta, a na-eme nke e

chetara, e debata. A na-akwado ya akwado, mara usoro e ji ede ya tupu a malite ide ya.

Leta keụdị na-ebu adreesị abụọ. Otu adreesị bụ nke odee leta, mana adressị nke abụọ bụ nke onye a na-edegara leta ahụ. Adreesị onye na-ede leta keụdị na-adị na mpaghara isi mbido aka nri nke akwụkwọ e ji ede ya. Na leta keụdị, odee leta na-ebu ụzọ ede adreesị ya tupu ọ malite dewe nke onye ọ na-edegara leta ahụ.

Adreesị nke onye a na-edegara leta keụdị ga-amalite ebe nke adreesị odee leta kwụsịrị. Ọ bụrụ na i si otu a depụtachaa adreesị abụo ahụ, ihe ọzọ ị ga-emezi bụ na ị ga-etu onye ahụ ị na-edegara leta keụdị ahụ, aha (inye ya aha nsọpụrụ). I mechaa nke a, i were depụtazịa n'otu ahịrị ihe kpatara i ji ede leta ahụ. Ọ bụzị oge i dechara nke a ka ị ga-amalitezi dewezịa n'uju ihe i bu n'uche i ji were chọọ ide leta ahụ.

E nwere ọtụtụ edmede leta bụcha leta keụdị. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a:

i) Leta anamachọọrụ
ii) Leta mkpesa
iii) Leta njụase
iv) Leta nkọwa
v) Leta ajụmọrụ
vi) Leta ajụjụ
vii) Leta nkpezi dgz.

A ga-edepụta adreesị ịmaatụ maka ụdịrị leta a bụ **leta keụdị.**

**A. ADREESỊ LETA KEỤDỊ NWERE AKARAEDEMEDE OTU O KWESỊRỊ**

Boys Secondary School,
PO Box 0101,
Nduma.
5th November 2019.

The Secretary,
Civil Service Commission,
Umuahia.

Nnamukwu,

**EDEMEDE LETA MAKA ACHỌMỌRỤ**

Abụ m



Nweke Nwafọ

## B. ADREESỊ LETA KEỤDỊ NA-EBUGHỊ AKARAEDEMEDE

(Ọ bụ otu a ka o kwesịrị ka i si were dee ya)

Boys Secondary School
P O Box 0101
Nduma
5th November 2019

The Secretary
Civil Service Commission
Umuahia

Nnamukwu

**EDEMEDE LETA MAKA ACHỌMỌRỤ**

Abụ m



Nweke Nwafọ

Ka e wepụta ihe odide nzipụta maka edemede **leta keụdị** ijiri wetaruo nghọta ya n'isi.

> **Ndị ụlọọrụ Civil Service Commission n'Umuahia bipụtara n'akwụkwọ akụkọ *'Daily Sun'* na ha chọrọ iwe ndị gụcharala Siniọ Sekọndịrị n'ọrụ. Degara ha leta achọmọrụ nke gị dị ka otu onye n'ime ndị gụcharala akwụkwọ nke Siniọ Sekọndịrị.**

Boys' Secondary School,
P.O. Box 0101,
Nduma.
5th November, 2019.

The Permanent Secretary,
Civil Service Commission,
Umuahia.

Nnamukwu,

**LETA MAKA ACHỌMỌRỤ**

Agụtara m n'akwụkwọ **'*Daily Sun*'** ihuakwụkwọ nke abụọ nke e bipụtara ka ọnwa Nọvemba afọ a gbara mkpụrụ ụbọchị atọ (1/11/2019) na ụlọọrụ ***Civil Service Commission*** chọrọ iwe ndị gụcharala akwụkwọ nke Siniọ Sekọndịrị, n'ọrụ. Ọ bụ mmasị m ide leta achọmọrụ maka ya bụ ọnọdụ na ọkwa ahụ dapụtaranụ. Abụ m Uchechukwu Nnanna. Abụ m onye Nduma. Agbara m iri afọ na asatọ. Agụrụ m akwụkwọ Siniọ Sekọndịrị

n’ụlọakwụkwọ Sekọndịrị Ụmụnwoke dị na Nduma. Apụtakwara m n’ụlọakwụkwọ Sekọndịrị n’afọ gara aga. Etutere m ezigbo ugo n’ule ngwụcha Sekọndịrị Ukwu anyị lelere n’ihi na ọ dịghị ihe ọmụmụ m lelere n’ule ahụ mụ emetaghị nke ọma na ya. Eso m na ndị asambodo ha kacha mma n’ime ndị lelere ule ahụ na ya bụ ụlọakwụkwọ.

Etinyekwara m n’ime leta m ụmụ mpempe akwụkwọ ndị ga-enyere aka kọwaa onye m bụ nke ọma. Akwụkwọ asambodo nke na-akọwa otu m siri lelee ule na otu m siri metadebe nke ọma na ya bụ ule, sokwa n’akwụkwọ ndị m tinyekọrọ ya na edemede achọmọrụ a, ọnụ. Akwụkwọ nke na-akọwa ka m siri kpaa agwa mgbe m nọ n’ụlọakwụkwọ sokwu na mpempe akwụkwọ m na-ekwu maka ha.

Ase ọbụla a chọrọ ịjụ banyere m, sị jụọ ya onye isi ụlọakwụkwọ ebe m gụrụ akwụkwọ n’ihi na ọ ga-enye nkọwa m nke ọma. Ana m ekwe nkwa na-ekwesi ike na ọ bụrụ na e wee m n’ọrụ, na aga m arụ ọrụ m nke ọma, ma bụrụkwa onye ga na-agba mbọ na-arụsi ọrụ ike otu e siri chọọ ya.

N’ezie, obi ga-atọ m ụtọ ma mụ soro na ndị nwetara ọrụ n’ụlọọrụ Civil Service Commission.

Abụ m,

Uchechukwu Nnanna.

## LETA KEMPỤNỤỤDỊ  (INFORMAL LETTER)

Ọ bụghị ụdịrị usoro a na-agbaso ma a na-ede **leta keụdị** ka a na-agbaso ma a na-ede **leta kempụnụụdị.** Edemede leta ndị bụ leta kempụnụụdị bụ leta ị na-edegara **nwanne gị, ikwu na ibe gị, nne gị, nna gị, enyi gị, nwataakwụkwọ ibe gị dgz.**

Leta kempụnụụdị anaghị ebu adreesị naabọ dị ka otu leta keụdị si ebu. A bịa na leta kempụnụụdị, ọ bụ naanị otu adreesị nke ị ga-ede na mpaghara aka nri n'isi mbido akwụkwọ i ji ede leta ahụ, ka ị ga-ede. I dechaa ya, ị malitezịa dewe leta gị.

Chetakwa na ọ bụrụ na ị chọrọ ka adreesị leta gị buru akaraedemede, na ọ bụ okwu niile dị n'adreesị ahụ ga-ebu akaraedemede dị ka otu o kwesịrị. Ọ bụrụkwanụ na ị chọghị ka o buru akaraedemede, ị hapụ itinye ya chaa chaa dị ka akwụkwọ a siri kọwaa n'oge ọ na-akọwa maka leta keụdị.

Lee otu adreesị leta kempụnụụdị kwesịrị ka ọ na-adị:

**A. Nke a bụ adreesị leta kempụnụụdị ndị bu akaraedemede.**

Girls' Secondary School,
P.M.B. 01513,
Omacha.
June 22, 2019.

Ezigbo enyi m,

Abụ m,
Ezigbo enyi gị,
Chinwe.

**B. Lee otu adreesị leta kempụnụụdị na-ebughị akaraedemede ọbụla na-adị**

Girls Secondary School
P M B 01513
Omacha
June 22 2019

Ezigbo enyi m

____________________________________________________________
____________________________________________________________
____________________________________________________________
____________________________________________________________
____________________________________________________________
____________________________________________________________
____________________________________________________________
____________________________________________________________
____________________________________________________________
____________________________________________________________
____________________________________________________________
_____________________________________________

Abụ m
Ezigbo enyi gị
Chinwe

Dị ka e siri kọwaa na mbụ n'akwụkwọ a, ọ bụghị naanị leta ị na-edegara enyi gị bụ leta kempụnụụdị, **leta ndị ahụ ị na-edegara nne gị na nna gị, ụmụnne gị na ụmụnna gị, ikwu gị na ibe gị dgz, bụcha leta kempụnụụdị.**

Nke a bụ edemede ọmụmaatụ maka ijiri kọwaa edemede **leta kempụnụụdị** a nke ọma:

> **Degara enyi gị nọ ala bekee leta ka ị kọwaara ya otu unu si were rie oriri Ihejiọkụ nke afọ a.**

Boys' Secondary School,
P.M B. 07063,
Umebe.
November 20, 2019.

Ezigbo enyi m,

Kedụ ka eke si anya anwụ? Ọ na-abụ e gughee ụzọ, e gughee ọnụ maka ekwe kụọ ama agbaa. Onye rịrị elu ọjị kpara ya nkụ n'ihi na a naghị arị ya kwa daa. O teela mụ natadebere ozi gị. Ọ bụ ya kpatara mụ jiri sị ka mụ mara otu gị na ụbọchị si agbaghar ị n'ala bekee ebe ahụ ị nọ.

Na be anyị ebe a, anyị na-enwe obi ụtọ nke ọma. Ọ bụ n'ọnwa gara aga ka anyị mere emume Ihejiọkụ nke ahụ na-adị gị mma nke ukwuu mgbe ị nọ n'ụlọ. Ọ bụ ncheta m chetara gị oge a na-eme ya kpatara m jiri sị ka m deere gị leta kọrọọ gị otu e siri mee ya maka amara m na ọ bụ oriri na-echu gị ụra nke ukwuu.

Mana ebe ọ bụ na ị nọghị n’ụlọ were soro mee emume Ihejiọkụ nke afọ a, ọ ga-adị mma ka ị nụrụkwa na ntị otu oriri ahụ siri gaa. N’ihi na onye ńụrụ mmiri e jiri sie agwọ esorola rie agwọ.

Uche, n’eziokwu m, ọ kpọtụrụ akpọtụ, wuo ewu, hịọ ahịọ ma zụọkwa azụ, n’obodo anyị n’izu ahụ e mere ya. Ụbọchị a malitere ya bụ oriri bụ ụbọchị Eke ma kwụsịkwa ya n’ụbọchị Nkwọ na-esota. Nke a bụ usoro ị maara nke ọma dị ka usoro e ji eme ya. Ebe niile n’obodo anyị jupụtara na mmadụ n’izu ahụ e mere ya n’ihi na ọtụtụ ndị mmadụ nọ n’ụzọ ije lọtachara n’ụlọ tupu a malite iri ya bụ oriri. Amaara m na ị gaara iso na ndị ahụ lọtacharanụ ma ọ bụrụ na ebe ị nọ dị nso. Mana ala bekee bụ ebe a na-awụ mmiri naasaa na ịkpa naasaa tupu e ruo ya. N’ihi ya, ọ dịghị onye tụwara anya gị maka na ụzọ eteka.

A malitere ụbọchị Eke ahụ Ihejiọkụ bidoro kwanyebe akụ n’ọnụ tutuu were ruo ụbọchị Nkwọ bụ ụbọchị ikpeazụ ya. Ihe e jiri malite ya bụ oriri bụ ***ji a hụrụ n’ọkụ na ụkpaka a gwọrọ agwọ nke ọma*** dị ka e si emebu ya. Ezinaụlọ ọbụla ị tụrụ ọkpa na ya ụbọchị ahụ, mba ji eju n’ọkụ a fụnwuru na mbaraezi. Ka e richara ji ụkpaka ahụ, ụmụnwaanyị gwọchara ọmarịcha abacha bupụtachaa ha, oriri were bụrụzịa bịambịam n’ọnụ. Uche, ị maara na gị na abacha a gwọrọ nke ọma na-adị mma nke ukwu! Ọ bụzi ka chi Orie foro ka nke bụ oriri malitere. Ewu na ọkụkọ e gburu ụbọchị ahụ abụghị ihe e ji ọnụ akọ. Maka ọ dịghị ezinaụlọ egbughị ewu maọbụ ọkụkọ. Ọtụtụ ndị akajiakụ gbuchakwara ehi n’ezinaụlọ ha dịcha iche iche.

Nri, ụdị ọbụla ị chọrọ gbara kọsaa. A naghị achọ ihe oriri achọ na mkpụrụ ụbọchị anọ ahụ e riri oriri Ihejiọkụ nke afọ a. Ezinaụlọ ọbụla ị banyere, e were ihe oriri, ma anụ ma azụ, na-achụ gị ọsọ. Ihe oriri, ụdị ọbụla ị chọrọ, ma osikapa, ma nri ji, ma ji awaị dịcha na be onye ọbụla ụbọchị ahụ. Anụ bụ ị takarịa, ị rịakarịa n'izu ahụ. Ọ baghịkwa uru ịjụ ma mmanya ọ dịkwa n'izu ahụ n'ihi na mmanya na-arị ibe ya elu. Onye kworokwanụ otu mmanya siri jupụta ebe niile n'izu ahụ were ńụọ ya, o gbunye onye ahụ nzuzu n'ahụ. Ọtụtụ ***ndị kama ọ ga-adọ n'ite ka ọ dọrọ n'afọ*** ńụchara mmanya n'izu ahụ na-akpọregharị n'ụzọ.

Bido n'ụbọchị Eke ahụ a malitere iri ji ahụ were ruo ụbọchị Nkwọ bụ ụbọchị ikpeazụ, mmọnwụ ghachiri ọhịa na ụzọ niile dị na be anyị. Nke a soro mee  ka obodo anyị kpoo ọkụ karịa. Ọ dịghị ụdịrị mmọnwụ apụtaghị n'Ihejiọkụ nke afọ a. Ma mmọnwụ ndị mere afọ ise ma ndị merela afọ asaa ha pụtadebere, pụtachara n'oriri Ihejiọkụ nke afọ a. Mmọnwụ ndị nke a gbara ọhụrụ bụkwa aja dị ka ala. Ọtụtụ obodo ndị ahụ gbara anyị ọkirikiri sikwa be ha tiri mmọneụ ndị nke ha zọchie n'obodo anyị. Ebe niile were na-ahịọ n'elu, na-ahịọ n'ala. Uche, n'ezie, ọ dịghị ụdịrị ihe mụ ejighị anya mụ hụ n'Ihejiọkụ nke afọ a. Ọ gaara amagbu onwe ya ma ọ bụrụ na i jiri anya gị were hụrụ ihe merenụ, nke ga-eme ka ihe m na-ekwu were kwe gị nghọta. Ụfọdụ mmọnwụ bụ ndị mụ ahụtụbeghị kemgbe a mụrụ m. Amakwa m na ọ bụ otu ahụ ọ dị m ka ọ gaara ịdị gị ma ọ bụrụ na i so m hụ mmọnwụ ndị ahụ m na-ekwu maka ha. N'ezie, ha na-atụcha egwu ile anya.

Ụbọchị Nkwọ bụ ụbọchị e riri oriri ahụ dịzị ka a ga-asị na ọ bụ ya kacha ụbọchị oriri ndị ọzọ mma. Ọtụtụ òtù na ndị ọgbọ dị iche iche nke ndị ọgbọ gị so n'ime ha bupụtachara egwu ha mụrụ ọhụrụ ụbọchị ahụ. Ama m na ọ bụrụ na ị nọ n'ụlọ, na ị gaara ịbụ ***obu ụzọ egwu*** ndị ọgbọ gị. E nweghị ụdịrị egwu a gbaghị ụbọchị ahụ. Ndị ọbụla na-agba ka ọ bụrụ ha gbanahụchara ndị ọzọ. Ebe niile ụbọchị Nkwọ ahụ bụ naanị obi ụtọ, obi ụtọ. Iji kwuo eziokwu, ańụrị nke ụbọchị ahụ chọrọ igbu mmadụ. Obi ọcha riri ibe ya elku! Amaghị m na ọ bụ maka na ụbọchị ahụ bụ ụbọchị ikpeazụ maka oriri Ihejiọkụ nke afọ a kpatara ya. N'ihi na onye ọbụla nọ n'elu a gbachaa a lawa ndụ', were chebirikwa afọ ọzọ.

Oriri Ihejiọkụ nke afọ a n'obodo anyị gara werewere. Tutuu e mechakwaa ya, nsogbu ọbụla adapụtaghị. Mmadụ anwụghị. Ọ dịghịkwa onye e merụrụ ahụ. Mmadụ niile ji obi ụtọ bido ya, ma werekwa obi ụtọ mechie ya. O nwere rị ndị ọ dị ha ka ya bụ oriri ebila ebi dị ka mụ onwe m. Ama m na ọ bụrụ na ị nọ n'ụlọ na ọ ga-adịkwa gị otu ahụ. Akụkọ banyere Ihejiọkụ nke afọ a abụghị ihe a ga-ekwucha maka ya na leta a maka ọ bụrụ na e sowe ụtọ agbọnọ, a rahụ n'ukwu adụ. N'ihi ya, aga m akwụsị ebe a tutuu ruo mgbe mụ natara nzaghachi leta gị.

Keleechaara m ndị enyi gị n'ebe ahụ. Ndị be unu sịkwa m kelee gị. Ahụ dịchaa ha niile. Ọ dịghị nsogbu ọbụla dị n'ụlọ. Nọdụ mma. Ka Chineke Nna nọnyere gị n'ihe ọbụla ị na-eme. Ka ọ dị.

Abụ m,<br>
Ezigbo enyi gị,<br>
Ugoo.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ

1. Depụta ma kọwaa nke ọma ihe ndị kwesịrị ka odee edemede mee ijiri hụ na edemede ya na-abụ '**akwaa akwụrụ'**?

2. Depụta edemede dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo ma kọwakwaa ihe dị iche n'etiti ha na ibe ha.

3. Dee edemede banyere isiokwu ndị a na-esota:
   (i) Onye arachaghị ọnụ ya ụgụrụ anara ya ọnụ ya rachaa.
   (ii) Ọnwụnwa
   (iii) Ehi enweghị ọdụdụ bụ chi ya na-achụrụ ya ijiji.
   (iv) Onye ara na onye agụụ, kedụ onye ka njọ?
   (v) Ańụrị
   (vi) Ekpemekpe ọdịnaala na ekpemekpe bekee, kedụ nke ka ibe ya mma.
   (vii) Amamihe
   (viii) Ịhụnanya

4. Degara nwanne gị nwoke na-arụ ọrụ bekee n'Uyo leta ka ị kọọrọ ya na ahụ adịghị nne unu.

5. Dee maka ihe ị chọrọ ịbụ ma ị gụchaa akwụkwọ Siniọ Sekọndịrị gị.

6. Degara nna gị leta ka ị gwa ya na a chụola unu n'ụgwọ akwụkwọ.

7. Ndị ụlọọrụ ***Ministry of Information*** dị n'Owere bipụtara n'akwụkwọ akụkọ ***Vanguard*** na ha chọrọ iwe ndị gụcharala Siniọ Sekọndịrị n'ọrụ. Degara ha leta achọmọrụ nke gị dị ka otu onye n'ime ndị gụcharala akwụkwọ Siniọ Sekọndịrị.

8. Dee maka mkparịtaụka dị n'etiti ụmụakwụkwọ abụọ banyere ezumike ha si na ya lọta.

9. Ndị ụlọọrụ ***NEPA*** dị na Lagos bipụtara n'akwụkwọ akukọ ***'Daily Trust'*** na ha chọrọ iwe ndị gụchara Siniọ sekondịrị n'ọrụ. degara ha leta achọmọrụ nke gị dị ka otu onye n'ime ndị gụcharala akwụkwọ nke Siniọ Sekọndịrị.

10. Degara nwanne gị nwoke nọ ala bekee leta ka ị kọọrọ ya otu i siri tute ugo n'ule Siniọ Sekọndịrị unu lelere.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
## AGỤỌAZAA

Agụọazaa bụ otu n'ime ọkpụrụkpụ ihe ndị na-apụtara ụmụakwụkwọ n'ule ha kwa mgbe. Ọ bụ ya ka o jiri dị mma ka ị mụta nke ọma otu e si aza ajụjụ ndị na-esota **Agụọazaa** n'enweghị nsogbu ọbụla. Agụọazaa bụ ederede a ga-enye gị ka ị gụọ, ị gụchaa ya ka i were ihe ị gụtara na ya were zaa ajụjụ ndị e si na were jụọ. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-abụ ha gụchaa **Ederede Agụọazaa**, chee na ha aghọtachaala ihe dị n'ime ya, o ruzịa n'ọzịza ajụjụ ndị ahụ e si n'ederede ahụ were jụọ, ha adachaa ha. Nke a na-egosi na ọ dịghị ihe ọbụla ha ghọtara n'ederede Agụọazaa ahụ ha chere na mbụ na ha amatachaala ihe dị na ya.

Ederede Agụọazaa na-ejupụta n'okwu nka dị iche iche. A na-eji okwu nka aghụ ya ahụ ka o were siere gị bụ onye ga-aza ajụjụ ndị na-eso ya, ike. N'akwụkwọ a, a kụziri atụmatụ okwu nka dị iche iche na ya nke ọma. N'ihi ya, ọ bụ ihe kwesịrị ekwesị na ị ga-amụ ha nke ọma ma marakwa ha ijiri chebiri ịkọwa nke ọma okwu ọbụla a ga-eji ha kwuo maọbụ ederede ọbụla a ga-eji ha dee sị gị gụọ ka ị zaa ajụjụ si na ya. Onye ọbụla maara atụmatụ okwu Igbo nke ọma anaghịkwa enwe ọgbatauhie ọbụla n'agụọazaa.

Ihe ọzọ ga-enyekwara gị aka n'agụọazaa bụ na mgbe ọbụla ị na-agụ ederede e dere maka ịza ajụjụ ndị na-esota ya, ị ga-agba mbọ hụ na i ji nghọta zuru oke were na-agụ ya bụ ederede. Ọ ga-abụ agụmagụ ị ga-eji akọnauche gị na-agụ, maka na onye

tọọ ntị n'ala nke ọma ọ nụ ụya agbịsị. Ọ bụrụ na i mee otu a, ọtụtụ ihe ndị e mere ka o zoo ezo iji were taa gị ahụhụ n'azịza gị, ga-ejikwa nwayọọ see elu. Nke a mee, ị na-azazị ndị ahụ a jụrụ gị, ọ dịkwa ka ọ bụ gị wepụtara ya bụ ederede.

Ọ bụghị naanị ederede nkịtị ka i nwere ike ịhụ n'Agụọazaa. I nwekwara ike inweta ederede abụ. Ọ bụrụ na i nweta ụdịrị ederede a, ọ dịghị ihe mgbakasị ahụ dị na ya. Ọ bụkwa usoro ndị ahụ a gwara gị ka ị gbasoo mgbe e nyere gị ederede nkịtị maka agụọazaa ka ị ga-ejikwa soo ederede abụ ma e nye gị ya.

**Abụ** bụ ederede na-ejupụta n'ime atụmatụ okwu nka dị iche iche. N'ezie, **abụ** bụ atụmatụ okwu nka dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo ka e ji ede ya. N'ihi ya, ọ bụrụ na ị maghị atụmatụ okwu, ị gaghị aghọta abụ. Nke ọzọ bụ ọ bụrụ na i jighị akọnauche gụọ abụ, ọ dịghịkwa ihe ọbụla ị ga-aghọta na ya n'ihi na **abụ** bụ ederede na-enwe nghọta miri emi. Ọ bụrụ na i chebaghịrị ya echiche ime, ị na-eseghari n'elu mmiri.

A ga-edepụta ederede Agụọazaa ebe a ugbua ma jụọkwa gị ajụjụ ndị ga-eso ya.

## EDEREDE

Nwunye Ezeọha so na nwaanyị makarịchara na mma n'Akoro. Mma nwaanyị a mara na-emebi Ọgụama isi ma ọ hụ ya. O were pụta otu ụbọchị wee chọrọ nwaanyị ahụ gawa be di ya.
Mgbe ọ batara, Ezeoha na nwunye ya nọ ya. Ezeoha fịọ aka n'isi, rie n'ude. Ọ baa n'ime ụlọ ya mịrị obejiri ya sokwuru Ọgụama ebe ahụ ọ na-arụnye nkịta aka n'ọnụ. Oge ahụ anya

Ezeọha na-achazi ọbara ọbara. Obi ya na-akụ 'ọ bụrụ ọnwụ, ọ bụrụ ndụ, na ọ ga-ahụ ya taa. Isi nwoke adaghị n'ala o koro n'elu. A naghị anwụ ugboro naabọ maka onye chọrọ ihe ukwu ga-ahụ agba enyi.' Ọ tụkwasị Ọgụama mma ebe ọ nọ n'elu oche. Ọgụama si n'oche mapụ 'chọm' ka mbara, oche kewaa abụọ. A naghị asị mmadụ rachaa ọnụ ya mgbe ụgụrụ bịara, maka agha su, ochi ntị agbagbuo onwe ya n'ọsọ. N'otu ntabi anya, ọ dịghị onye ma mgbe Ọgụama ji wee ruo na be ya. Dimkpa ntị chiri ahụbeghị dimkpa dara ogbi. Kama ụbọchị 'ana m anụ ihe' na 'ana m ekwu' jekọrọ, ọgụ ha abụọ abụrụ n'ala ọkpọkọrọ.

Naanị ihe a bụ nnukwu ihe mere Ọgụama n'okorobịa ya ọ naghị echezọ echezọ. Mmọnwụ Ọgụama na ndị ọgbọ ya na-eti oge ahụ enweghị oyiri. Nwaanyị akataghị ahụ anaghị ahụ ya anya. Ụmụaka ụfọdụ ndị bara mmọnwụ na-eso ụmụnwaanyị agba ọsọ mgbe ọbụla mmọnwụ ahụ pụtara.

Ihe mmọnwụ ahụ na-eji n'aka ma ọ pụta bụ oke ngwere dị ndụ tinyekwara uriom ọkụkọ na-ebe akwa n'isi ya. Otu ọ sọrọ ụlọ too ogologo, mmọnwụ ahụ ga-awụ ya. Ebe ọbụla o tinyere isi, Ọgụama ga-eso ya. Ọja ọ na-afụrụ mmọnwụ ahụ anaghị ekwe mmọnwụ ahụ mara na ***'Ọbịara ije nwe ụla'***. Onye na-eri ụbọchị Afọ anaghị ama na chi bọrọ Afọ ga-abọ Nkwọ. Ọ na-abụ dimkpa tojuo, ọ dị ya ka ọ ga-ebu ụwa n'isi. Ọ naghị echeta na o nwere ike buru ụwa n'isi, ụwa anyịgbuo ya. Ọtụtụ ndị ọ nyịgburu ekwela chi ha nkwa otu ha ga-esi dowe ahụ n'ụwa ọzọ ha ga-apụta.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA OTU

1. Ederede a na-akọ maka gịnị?

***2.*** Were ihe ị gụtara n'ederede a kọwaa ihe bụ ***ịrụnye nkịta aka n'ọnụ.***

3. ***'Onye chọrọ ihe ukwu ga-ahụ agba enyi'*** Ọgụama ọ hụrụ ya bụ agba enyi?

4. Gịnị bụ nnukwu ihe ahụ mere Ọgụama n'okorobịa ya ọ na-echeta echeta?

5. Kedụ ihe kpatara mmọnwụ ahụ Ọgụama na-eso ejighị nwee oyiri?

6. ***Nwaanyị akataghị ahụ anaghị ahụ mmọnwụ ahụ anya.*** Kọwaa okwu a.

7. Kedụ ụzọ pụrụ iche Ọgụama si ekoli mmọnwụ ahụ ọ na-eso obi?

8. ***Okorobịa tojuo o chefuo na ihe na-eku ume na-anwụ anwụ mana ọ na-abụ a gbachaa egwu ọ laa n'ukwu.*** O nwere otu okwu a si were metụta Ọgụama?

## ONYE ỤWA AHỤHỤ

Onye ụwa ahụhụ
Mmiri niile zoro
Malite n'afọ ruo n'afọ
Na-ala gị n'ahụ
Anwụ niile kere n'afọ
Malite n'ọnwa ruo n'ọnwa
Achanwụchaala gị ntutu isi
Iji eze ekpere ekwere
Akwọchaala gị isi

Onye ụwa ahụhụ
Ị chịa ọchị
Ọ dị ka ị na-aja
Chi gị eze
I bewe akwa
Anya mmiri gị
Ana-acha nzu nzu
Chi ejiela gị n'ihu
Bọọ gị n'azụ
Ọ kwa ọkụkọ sị
Na ọ bụ okwu na ụka
Chịfere ya ikpere ụkwụ abụọ, azụ.
Ụwa gị na-atọ aja aja
Ụbịam gị
Na-apụ ụzụ
Ogbenye gị
Bụ nke ọnụ ntụ

Nri ị na-eri
Bụ ka e metụ
Mmanụ n’afọ
Ọ bụghị ka a kụchaa ọnụ
Kedụkwanụ maka akwa
Ị na-eyi?
Nke ahụ bụ
Ka e were  kpuchie ọtọ
Ọ bụghị ka a jaa mma
Ụwa gị na-acha ntụ ntụ
Ndụ gị riri mperi
Mana naanị ańụrị gị
Bụ ncheta ị na-enwe
Na igwe niile gaje n’ụzụ.

Onye ụwa ahụhụ
O nweghị
Onye ị ka
Maka na ụbịam
Na-eme okenye
Ọ bụrụ nwata
Ahụhụ akpụọla gị
Isi okpukporo
Ị hụ nwata
I sekpuoro ya
Okenye ruokwanụ gị nso
Ị kpụọrọ ya afọ n’ala
Ka agwọ.
Ị hụ ego

Ahụ ọma jijiji ejide gị.
Ị hụkwanụ
Onye kpatara ya bụ ego
I mie ala na ndụ

Onye ụwa ahụhụ
Ị na-aga n'ụzọ
Ala ana-atụ gị egwu
Ahịhịa dị n'akụkụ ụzọ
Ana-eyija gị
Mkpume na okwute
Ewere ụkwụ gị
Na-azụ ahịa mgbede

Onye ụwa ahụhụ
Kedụ mgbe i nwere ezumike?
N'ụtụtụ ka ọ bụ n'ehihie?
O nwere ike,
Ọ bụrụ n'abalị
Achịa m ọchị
Pụọ ebe ahụ
N'ihi na ọ bụ
Mgbe ahụ ka echiche
Ji arị ibe ya elu
Ụtụtụ na ehihie
Ka afọ ji achọta
Ihe ọ ga-eji foo chi
Maka na otu anya adịla
A ga-ele ya ele.

Onye ụwa ahụhụ
Ị jụọla chi gị ajụjụ?
Ugboro ole?
Ọ bụ gị
Ka o si n'aka
Ka ọ bụ chi gị?
Kedụ azịza gị?
I nwere olileanya
N'ụwa a?
Ka ọ bụ n'ụwa ọzọ
Ka nchekwube gị dị?
Onye ụwa ahụhụ
Naanị ihe ọ na-abụ i cheta
Obi esie gị ike
Bụ na o nweghị
Onye na-echere gị
Ọnwụ ike
Mana ọnwụ chi gị
Mechaa gbuo gị
Ndị ga-asị
Na ọnwụ kaara gị mma
Na-aka
Ndị na-asị ọnwụ:
O mekwaranụ gịnị?

Tọọ ntị n'ala
Gị onye na-anụ olu m
Ka ị nụ ụya agbịsị
Ebumnuuche onye ụwa

Bụ ụwa ọma
Mana
Asị m gị
Ị na-eme mma
Were hụ onwe gị
N'ime ụwa ahụhụ
Wetuo obi
N'ihi
Na onye ọ bịaara
Anaghị asị na ọ nọghị n'ụlọ
Makụọ Chineke
N'ihi
Na o tee aka ọ dị njọ
Ọ dịkwa mma
Ọ bụrụgodu
Na o nyeghị gị
Ọ ga-enyerịrị
Onye ga-enye gị.

Gị
Onye ihe ọjọọ
Nọ n'ime ụwa ahụhụ
Werezịa aka gị
Ghọta ihe i mere
Onwe gị
N'ezie, igbu isi
Na-adị mma n'okorobịa
Mana
Nnukwu ịta ikikere eze

Na obi mgbu
Na-ewere oche n’agadi
Maka na ọ bụ
A gbachaa egwu
Ọ laa n’ukwu
Nkụ onye kpara
N’ọkọchị
Ka ọ na-anya n’udummiri
Maka
Na ọ bụ mkpụrụ
Onye kụrụ
Ka ọ ga-aghọrọ
N’ihi na ọ bụ
Ihe onye metara
Ka ọ ga-eji
Isi ya buru
Chetakwa
Na ị gbanahụ
Ihe i metara
Na
Ụmụ gị ejechaala
Ọ fọdụ ha ụla
Maka
Na agadi nwaanyị
Bute ụkwara
O zuo ọha niile, ọnụ.
Onye ụwa ahụhụ
Jụọ onwe gị ajụjụ
Ka ị mara

Ebe mmiri
Siri baa n'opi ụgbọgụrụ

Onye ụwa ahụhụ
I chee elu, chee ala
Chee ihu, chee azụ
Bejuo akwa arịrị afọ
Chetakwa
Na nsogbu niile
Ndọkasị na nsekasị niile
I jiri gbaa onwe gị ogige
Bụ n'ụwa a
Ka ha wụsara ọwa
Ezumike bụ
N'ala ili
Ya atụla gị egwu
Kama
Ya kasie gị obi
Ị nụ olu ya
Welite ụkwụ gawa
N'ihi
Na onye ụwa ọma
Na-abịa.

**Chinedum E. Ofomata**
***Ọdị  m n'Obi* (1997)**

***Gụọ ederede abụ a dị n'elu ka ị zazịa ajụjụ ndị a na-esota:***

1. Kedụ mgbe onye ụwa ahụhụ ji enwe ezumike?

2. ***Ị nụ olu ya***; Ọ bụ olu onye ka ọ ga-anụ dị ka e siri kọwaa n'abụ a?

3. Kọwaa okwu ndị a dị ka ha siri dị n'ederede abụ a:
   (a) 'Nri ị na-eri bụ ka e metụ mmanụ n'afọ.'
   (b) 'Ebumnuuche onye ụwa bụ ụwa ọma.'

4. (a) Kedụ mgbe onye ụwa ahụhụ na onye ụwa ọma ji ahara?
   (b) Dịka otu abụ a siri kọwaa, kedụ oge onye ụwa ahụhụ ji eji ańụrị akwọ aka?

5. Kedụ nkasiobi odee a na-enye onye ụwa ahụhụ na-eme ezigbo omume?

6. Depụta ebe e nwere atụmatụ okwu ndị a na-eso, n'abụ a:
   (a) Akpaalaokwu
   (b) Myiri
   (c) Ụkabụilu
   (d) Mmemmadụ

7. (a) Gịnị ka onye ụwa ahụhụ ji eme ọnụ na ndụ ya?
   (b) Ọnọdụ onye ụwa ahụhụ o si onye n'aka? Ọ bụ ya ka ọ bụ chi ya?

8. Kọwaa atụmatụ okwu ndị a dịka ha siri dị n'ederede abụ a:
   (a) 'Ka ị mara ebe mmiri siri baa n'opi ụgbọgụrụ.'

(b) ‘Na ị gbanahụ ihe i metara, na ụmụ gị ejechaala ọ fọdụ ha ụla.’

9. I hụ onwe gị n’ọnọdụ onye ụwa ahụhụ, kedụ ihe ị gaeme?

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ABỤỌ**
**ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ**
**NTỤGHARỊ**

Ntụgharị asụsụ bụkwa ọkpụrụkpụ ihe ọmụmụ kwesịrị ekwesị onye na-amụ asụsụ ga-ama nke ọma.

Ntụgharị pụtara i si n'asụsụ e jiri kwuo okwu were weta okwu ahụ n'asụsụ ọzọ. Ọ bụrụ na e kwuo okwu n'ihe dị ka asụsụ bekee, o bụrụ na ị kọwaa ihe ahụ e kwuru na bekee n'asụsụ Igbo, ị mara na i meela ntụgharị asụsụ. Ọ bụrụkwanụ okwu Igbo ka i wetara n'okwu bekee, ọ bụkwa otu ntụgharị ahụ na-aga n'ihu.

Ọtụtụ mgbe ka a na-enye ụmụakwụkwọ asụsụ bekee ka ha tụgharịa n'asụsụ Igbo, maọbụ nye ha asụsụ Igbo ka ha tụgharịa n'asụsụ bekee n'ule ha. Mana, nke a ga-akara lebaa anya na ya nke ọma na ***ntụgharị asụsụ*** banyere asụsụ abụọ ahụ, bụ i si n'okwu bekee wega ya n'okwu Igbo. Okwu bekee ahụ ga-anọzi na ntụgharị n'okwu Igbo.

Mana, asụsụ ọbụla e nyere gị tụgharịa, maọbụ n'asụsụ bekee, maọbụ n'asụsụ Igbo, ị ga-agba mbọ gụọ ederede ahụ e nyere gị nke ọma, ghọta ihe ọ na-ekwu maka ya tupu ị malite ntụgharị gị. A tụgharịkwala asụsụ ma ọ bụrụ na ị maghị ya maọbụ ị ghọtaghị ihe ederede e nyere gị gụọ, na-akọwa. Ọ bụrụkwa na i mee nke a, ederede e nyere gị kọwaa na-akọwa ihe ọzọ, ntụgharị gị a na-akọwakwa ihe ọzọ. Ọ bụrụ na ị na-atụgharị asụsụ, a tọkwala n'otu mkpụrụokwu ị maghị. Ọ bụghị ị hụ mkpụrụokwu dị n'ahịrịokwu maọbụ n'okwu ị na-akọwa, i maghị ihe ọ pụtara, ị kpọkwụnye isi ebe ahụ, na-eche ihe ọ pụtara. E mekwwala otu ahụ maka na i mee otu ahụ oge

aganahụ gị nke nwere ike ibutere gị ọdịda. Ihe i kwesịrị ime ga-enyere gị aka nke ọma ma o nwee mkpụrụokwu ghọọrọ gị ọgbtauhie n'okwu ị na-akọwa bụ, ị ga- agụ okwu ahụ ọ dị na ya, sizie n'ihe okwu ahụ na-arụtụ aka matazie ihe bụ nkọwa ya bụ mkpụrụokwu.

A bịa n'ịtụgharị okwu n'asụsụ Igbo, ị ga-agba mbọ bụrụ onye agaghị na-achọ okwu achọ ijiri kọwaa onwe gị maọbụ tụgharịa asụsụ e nyere gị n'Igbo. Ị ga-abụ nka a site n'ịma nkejiasụsụ dị iche iche, atụmatụ okwu, nke okwu dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo. Ị ga-abụkwuazị onye na-agụ akwụkwọ agụmagụ dị iche iche e dere n'asụsụ Igbo. Ọ ga-enyere gị aka ịmata ọtụtụ aha ihe ụfọdụ ị mabughị n'Igbo. Ọ bụrụkwa na ị na-atụgharị asụsụ Igbo, e jikwala nka okwu ị maghị ma ọ dabakwara n'ihe ị na-atụgharị were chọọ ka ị chọọ ntụgharị gị mma. Kama ị ga-eriju afọ were dachie ụzọ, ọ kara gị mma na i buuru ọnụ. Kama nke a, ị tụgharịwa asụsụ gị n'ọgbara n'ọgbara, n'ahịrịokwu n'ahịrịokwu maọbụ na nghọta na nghọta, ọ ga-aka nyere gị aka. Ọ bụghịkwa ị tụgharịkata okwu n'Igbo, i webatawa ụmụ okwu bekee dị n'ederede e nyere gị na ntụgharị gị. E mekwala nke a n'ihi na ọ dabaghị chaa chaa n'usoro ntụgharị. Maka ugo rie awọ, mma ya arụọ. Ị ga-agba mbọ hụ na i dere nghọta okwu ọbụla n'Igbo. Mana ọ bụrụ okwu doro gị anya na o nwebeghị aha Igbo Izugbe, ị ga-edepụta nsụpe ya n'Igbo na ntụgharị gị n'ihi na ọ bụrụ na ị chụwa oke ọ gbanahụ gị, i gbubiri ya ọdụ.
Ọ bụrụ na ị na-atụgharị asụsụ, e mekwala ị tụgharịa ụfọdụ, ị hapụ ụfọdụ maọbụ mafee ụfọdụ ga tụgharịa ndị ọzọ. I mee nke a, ị mara na ị ghakọọla ma ghatọkọọ ihe ahụ niile ị na-atụgharị ọnụ n'ihi na ọ dịghị nghọta ọbụla a ga-esi na ya nweta. Ọ

bụghịkwa ihe ederede asụsụ bekee e nyere gị tụgharịa ka nkọwa gị maọbụ ntụgharị gị n'Igbo ga na-akọwa. Ihe niile ga-akpọdocha isi n'ala. Ọkpụrụkpụ ihe na-esokwanụ ụdịrị ntụgharị a bụ oke ọdịda.

Nke ọzọ kwa bụ na ọ bụrụ na ị na-atụgharị asụsụ n'Igbo, i ga-ebu iwu nsụpe n'uche. Okwu ọbụla ị ga-ede, jide n'aka na i dere ya nke ọma. Mara okwu ndị a na-edesa edesa na okwu ndị a na-edekọ ọnụ ka i dee ha otu o kwesịrị ka e siri na-ede ha. Mara mgbe e kwesịghị inwe olilo ụdaume na nsụpe okwu ụfọdụ. Marakwa ma e nwere ndapụ ụdaume n'okwu ntụgharị gị, ka i dezie ya. Onye ọbụla na-eme ntụgharị asụsụ bekee n'Igbo ga-amụta nke ọma akaraedemede dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo. Ọ bụ akaraedemede ndị ahụ ga-enyere onye ga-agụ ntụgharị gị aka n'ịgụ ya nke ọma ma nyekwa gị akara ole i kwesịrị inweta.

N'ikpeazụ, onye ọbụla e nyere ederede ka ọ tụgharịa leruo anya ala nke ọma tupu ọ malite tụgharịwa. Gụo ya bụ ederede nke ọma, ghọta ihe ọ na-akọwa nke ọma, tupu ị malite ntụgharị gị. I mee nke a, ntụgharị asụsụ agaghịkwa abụ ihe ga na-esiri gị ike.

**Lee ederede nke a e dere n'asụsụ bekee na otu e siri tụgharịa ya n'asụsụ Igbo.**

*As soon as the marriage is completed, and the bride has come to her husbnad's house, custom compels her to confess the misdeeds of which she has been guilty since the day of her betrothal. She is bound to divulge the name of any and every man with whom she has been in terms of intimacy. This confessioin is first made to the umuada, i.e relatives of the husband. The confession takes place before the Idol awfaw, an idol which is kept in the house of the head of the whole family. The woman, holding a fowl in her hand, makes her confession before the idol and then the fowl is killed, and its blood poured upon the awfaw in expiation of her misdemeanors. The husband is satisfied with her confession and sacrifice. He then calls the men who have been named as accomplices in order that reconciliation may be between himself and them. This is accomplished by the offenders offering the prescribed sacrifices and paying fines, if any should be assessed. Finally, all eat kola nut, and drink palm wine together to signify that the reconciliation is complete.*

*If, in due course, no children are forthcoming as a result of the union, serious differences arise between husband and wife. Each mutually accusing the other of being responsible for this state of affairs. Should matters continue so, the wife is at liberty to cohabit with another man in order, if possible to secure the desired result. Should any children be born in this way, they are recognized as the property of the husband, just as if he were the actual father.*

***Among the Ibos of Nigeria***

***By G.T Basden***

## Ntụgharị ederede a n'asụsụ Igbo

Ozigbo e mechara ihe dị n'ịlụ nwaanyị nke nwaanyị were lọta na be di ya ka omenaala si were dị, ọ ga-ekwupatịrị ụmụ ajọ ihe dị iche iche o mekọbara mgbe ọ lụbeghị di. Ọ ga-eme ka a mara aha onye maọbụ ụmụnwoke ndị ha na ya bụ nnu na mmanụ tupu ọ lụọ di. Ndị izizi a ga-emere nkwupụta a bụ ụmụada, ya bụ ụmụnne nwaanyị nke di nwaanyị ahụ. A na-eme nkwupụta a n'ihu osisi arụsị bụ ọfọ, arụsị a na-edobe n'ụlọ onye bụ isi n'ụlọ ahụ niile. Nwaanyị ahụ ga-eji ọkụkọ n'aka mgbe ọ na-eme nkwupụta ahụ n'ihu ya bụ arụsị, e mechaa e gbuo ọkụkọ ahụ were mmee ya gbasachaa n'ọfọ ahụ iji were kpochapụ njọ na arụ ahụ niile. Nkwupụta ahụ niile nwaanyị ahụ mere na aja ahụ a chụrụ ga-enye di nwaanyị ahụ ezigbo afọ ojuju. O mechaa, ọ kpọọ ụmụnwoke ndị ahụ nwunye ya kpọrọ aha ka ha bịa ka e kpeziere ha na ya. A ga-eme nke a site n'ime ka ndị ahụ dara ya bụ iwu chụọ aja ndị a gwara ha chụọ, ma hakwuazị nha ma o nwee nke a dara ha. N'ikpeazụ, a waa ọjị onye ọbụla ataa ma nụkọọkwa mmanya ọcha ọnụ ijiri gosi na e kpezichaalara ha.

Ọ bụrụ na e mechazie, o nweghị nwa mmadụ abụọ ahụ lụrụ di na nwunye mụtara, ezigbo esemokwu na-adapụta n'etiti ha abụọ nke ga-eme ka onye ọbụla n'ime ha na-arụ ibe ya aka na ọ bụ ya ka o si n'aka. Ọ bụrụ na nsogbu ahụ adịrị na-aga n'ihu, nwaanyị ahụ nweziri ike ijekwuru nwoke ọzọ iji mara ma a ga-enweta ihe ahụ a na-atụ anya ya. Ọ bụrụ na nwaanyị ahụ

mechaa si n'ụzọ dị otu ahụ were mụta ụmụ, ụmụaka ndị ahụ ga-abụ nke di ya n'ụdị na ọ bụ di ya mụtara ha.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ABỤỌ

1. Kedụ ihe bụ ntụgharị asụsụ?
2. Dee ma kọwaa nke ọma ihe onye na-atụgharị asụsụ kwesịrị ime maọbụ mara nke ga-eme ka ntụgharị asụsụ ghọọrọ ya ụtụ.
3. Kedụ ihe onye na-eme ntụgharị kwesịrị ime izizi tupu ọ malite ntụgharị ya?
4. Depụta ma kọwaa nke ọma uru ihe ọmụmụ ntụgharị baara onye na-amụ asụsụ.
5. Kọwapụta nke ọma ihe ga-enyere onye na-atụgharị okwu n'Igbo aka na-ime ntụgharị n'okwu Igbo.
6. Kedụ ihe kpatara ihe mmụta banyere iwu nsụpe jiri baa nnukwu uru na ntụgharị n'asụsụ Igbo.
7. Ntụgharị asụsụ *n'asụsụ Igbo* na-ahịa onye amaghị maka atụmatụ okwu Igbo, ahụ. Nke a ọ bụ eziokwu?
8. Kedụ ụzọ kacha mfe onye na-eme ntụgharị ga-agbaso ma ọ na-eme ntụgharị ya?
9. Depụta ma kọwaa ndịiche dị n'etiti ntụgharị na ndeghar ị.
10. Tụgharịa okwu bekee a na-esota n'okwu Igbo:

*The Ibos believe there is only one God who is the creator of the universe. His form is unkown and He has never been represented in any carved or moulded form. He is believed to be everywhere and invisible. No Ibo legend or myth has ever described the form of God. He is also believed to be omnipotent and omniscient, to be the foundation of justice and the defender of the weak. He punished sin and transgression of all moral laws or taboos without mercy of heart. One might contend that these attributes were of Christian origin and were quite unknown to the heathen. While agreeing that contact with Christianity has made it some what difficult to investigate the original Ibo ideas about God, one thing is certain that is that they believe that He created the whole universe and has control over it. Maxims and proverbs would have helped in this investigation but their usefulness are being framed even now and it is difficult to distingwuish them from those existing before Christianity was introduced.*

*Legends and myths themselves are scanty and only a few have anything to do with God, idols or the gods.*

***(Igbo Institutions and Customs)***
***By F.C Ogbalu***

**NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ATỌ**
**ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ**
**NNYOCHA ABỤ**

Ihe ọmụmụ ọzọ akwụkwọ a ga-eleba anya bụ **Nnyocha Abụ.** Nnyocha abụ bụ ọnọdụ a na-agbaso iji were leba anya n'abụ e dere na kwa otu e siri dee ya. Ọ bụ eziokwu na e nwere ọtụtụ abụ e derela n'asụsụ Igbo. Mana ọ bụ otu abụ ka a ga-ahọpụta n'akwụkwọ a ma lebakwa ya anya dị ka o siri kwesị. A na-agbasokwa usoro kwesịrị ekwesị ma a na-eme nnyocha banyere ederede abụ.

Abụ a ga-eme nnyocha ya bụ **ABỤ** a kpọrọ **1983.** Lee ka ya bụ abụ siri kwụrụ:

**1983**

1983
Ị bụdị afọ
Ka ị bụdị nọmba nkịtị?
Ị bụdị agwọ abalị
Ka ị bụdị isikiriisi?
I zoro isi gị n'ebee?
Chetakwa na ị pụrụ iche n'afọ:
Ị bụrụ ụgụrụ ruo na Maachị
Kọọ ọkọchị banye n'udummiri
Mee udummiri alaa ka naị
Lee ihe a kụrụ n'ubi kpọnwụchaa

1983
Ị bụdị Nkebụeziokwu
Ka ị bụdị ọkpụrụkpụokwu?
Ime a ị dị ọ bụdị onye

Tụwara gị ya?
Ọ bụdị Nwachinemere Akọbụije
Ka ọ bụdị Ahamefula Ụzọigbo?
Ị ga-amụ onye:
Ọ bụdị Udodịrị
Ka ọ bụdị Nzọgbu?

1983
Elekshon nke a i buru bịa
Ihu ọ ga-adị ya ańaa?
Ị chọrọ ka ọ gaa werewere
Ka ị chọrọ ka ọ kpafara akpafara?
Ị chọrọ ka anyị kwụrụ
Ka ị chọrọ ka anyị gbafuo?
Ị na-ekwu ka a nụ
Ka ị na-ekwu ka e kwe?

1983
Olee ebe i chere ihu:
N'ụzọ gara Ịdịnootu
Ka n'ụzọ gara Ntisasị?
Ị chọrọ udo ka ị chọrọ katakata?

1983
1983 nke Naijirịa
Ọ dịdị iche na 1983 nke Briten?
Kọnzavetiv, lebọ, kọmụnisti na Demokrats
Ewerela anya udo, ịhụnanya na ezi nghọta
Rie anụ nwa nkịta ha ara gbagburu

A nụghị gidigidi
A zọgbughị Nwaogwugwu
A zọgbughị Nwanọsike

1983
1983 ndị Naịjirịa
Ọ chọrọ ka NPP, UPN na NPN
PRP, GNPP na NAP mee gịnị?
Ọ chọrọ ka ha kwuo Nkebụeziokwu
Ka ọ chọrọ ka ha kwuo Ọkpụrụkpụokwu?

1983
Ị ga-atọkwa nwa?
Ị chọkwara ịtọta 1984 nke ndị Naịjirịa dum,
Tinyere George Orwell na-atụ anya ya?
Biko, gaa jụọ 1959 na 1979 ajụjụ
Maka na onye ajụjụ anaghị efu ụzọ.

**Inno Uzoma Nwadike**
***Echiche Miri Emi***
***June,* 1983**

1. **Aha abụ** a: 1983
2. **Aha odee abụ a:** Inno Uzoma Nwadike
3. **Mgbe e dere abụ a:** Juun, 1983

4. **Akwụkwọ abụ a dị na ya:** Echiche Miri Emi.

5. **Ndị bipụtara akwụkwọ abụ a:** Ndị bipụtara akwụkwọ abụ a aha ya bụ **Echiche Miri Emi** bụ ndị Ụlọọrụ Mbipụta Akwụkwọ aha ha bụ ***Kawuzi & Manilas Publishers Ltd*.**

6. **Afọ e bipụtara ya:** Afọ e bipụtara akwụkwọ **Echiche Miri Emi** bụ n'afọ 1990.

7. **Isiokwu Abụ a:** Abụ a na-akọwa ma na-arụtụkwa aka n'ụdịrị ọnọdụ ala Naịjirịa nọ na kwa ihe ndị Naijirịa hụrụ n'afọ 1983. Maka ndị na-amaghị, afọ 1983 bụ afọ ndị ndọrọndọrọ ọchịchị NPP, NPN, UPN, GNPP na NAP buuru ọgbaaghara were bata n'ime Naịjirịa na kwa etiti ndị Naijirịa nke mere ka nnukwu ụjọ jide onye ọbụla. N'ezie, n'afọ a nnukwu egwu dị, n'ihi akparamagwa ọjọọ ndị ndọrọndọrọ ọchịchị na-akpaso onwe ha mgbe ahụ. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara ndị Naịjirịa ji were na-eche na nnukwu ọgbaaghara maọbụ agha nwere ike ịdapụta n'obodo ha. Ọ bụ ụdịrị echiche dị otu a kpatara odee abụ a ji were sị:

**"1983.**
**Olee ebe ichere ihu:**
**N'ụzọ gara Idịnootu**
**Ka ọ bụ n'ụzọ gara Ntisasị**
**Ị chọrọ udo**

**Ka ị chọrọ katakata?"**

Ode abụ a gakwara n'ihu kọwaa na ọ bụrụ na a kpachaghị anya, na ndọrọndọrọ ọchịchị na kwa ntụliaka ọchịchị nke afọ 1983 nwere ike bute nkewa na ntisa obodo Naịjirịa. Ọ kọwapụtara nke a site n'ịsị,

**"1983,**
**Ị ga-atọkwa nwa?**
**Ị chọkwara ịtọta 1984 nke ndị Naịjiri?"**

Odee abụ a mekwara ka anyị ghọta na ụdịrị ndọrọndọrọ ọchịchị na kwa nhọpụta ọchịchị nke a hụrụ n'afọ 1983 ekwesịghị ekwesị. Ọ bụghị otu ahụ e siri hụta ndọrọndọrọ ọchịchị n'afọ 1983 ka ndọrọndọrọ kwesịrị ịdị.

**"1983 nke Naịjirịa**
**Ọ dịdị iche na 1983 nke Briten?**
**Kọnzavetiv, Lebọ, Kọmụnisti na Demokrat"**

Na ọ bụghị otu ndị ndọrọrọ ọchịchị ndị Naịjirịa si agbaso ndọrọndọrọ ọchịchị n'ụzọ tigbuo zọgbuo, ka ndị mba ndị ọzọ e nwere n'ụwa a si agbaso ndọrọndọrọ ọchịchị na mba ha ga.

8. **Usoro E Siri Dee Abụ A:** Odee abụ a dere ya na nkeji na nkeji (na stanza, na stanza). Ha dị stanza asaa mejupụtara abụ ahụ bụ 1983. Stanza ọbụla nwere ọgbaraokwu ole mejupụtara ya. Ọgbaraokwu e nwere na stanza asaa ahụ adịghị nhantanha. Stanza nke mbụ

nwere ọgbaraokwu irinaabụọ, stanza nke abụọ nwee ọgbaraokwu iri. Ọgbaraokwu itoolu dị na stanza nke atọ. Stanza nke anọ bụ ọgbaraokwu isii. Stanza nke ise bụ ọgbaraokwu iri. Ihe dịkwanụ na stanza nke ise bụ ọgbaraokwu isii. Ebe ọgbaraokwu isii dị na stanza nke asaa. Ọ bụ ọgbaraokwu iriise na itoolu mejupụtara stanza asaa ahụ mewere abụ ahụ bụ 1983.

9. **Echiche Odee Abụ A:** Ihe odee abụ a bụ n'uche were dewe abụ a bụ maka ụdịrị ọnọdụ ọjọọ ndị ndọrọndọrọ ọchịchị na-etinye ala anyị bụ Naịjịrịa na kwa ndị be anyị bụ ndị Naịjirịa ọ kachasị mgbe ọbụla a na-eme nhọpụta onye ga-achị. Ndị ndọrọndọrọ ọchịchị n'ala anyị bụ Naịjiria anaghị ekwe ka ibe ha chịa ha. Ọnọdụ dị otu a na-ebutere anyị nnukwu nsogbu n'ala anyị bụ Naịjirịa.

**Igbo Izugbe Na Olumba/Olundị:** Odee abụ a ji Igbo Izugbe were dee abụ a. Igbo o jiri dee ya bụ nke dabara adaba nke ọma. Ebe olundị selitere isi n'abụ a bụ:
**"Ka ị chọrọ ka ọ kpafara akpafara?" Olumba/Olundị dị n'okwu a bụ: 'kpafara akpafara.'**

10. **Nka Okwu:** Abụ a bụ 1983 jupụtara n'ọtụtụ nkaokwu. Nke a gosipụtara na Odee abụ a bụ aka dike e ji ejide ihe siri ike. A ga-eji nwayọọ depụtawa atụmatụ okwu dị iche iche nke odee abụ ajiri chọọ abụ ya mma:

a) Myiri: "**Mee udummiri laa ka naị'**
b) Mmemmadụ: **i) Elekshọn nke a i buuru bịa ihu ọ**

**ga-adị ya ańaa?**

**(ii) 1983,**
**Olee ebe i chere ihu?**

**(iii) 1983,**
**Ị ga-atọkwa nwa?**

N'ezie, atụmatụ okwu mmemmadụ jụpụtara n'abụ a.

ch) Akpaalaokwu: '**Rie anụ nkịta ha ara gbagburu.'**

d) Ilu: **'Maka na onye ajụjụ anaghị efu ụzọ.'**

e) Nsịnụụda: i) '**Ka ị chọrọ katakata?'**
ii) **'A nụghị gidigidi'**
iii) '**A nụghị pịatapịata'**

f) Ụrọokwu: **'Ị na-ekwu ka a nụ.**
**'Ka ị na-ekwu ka e kwe?'**

g) Amaatụ: **Tinyere George Orwelle**
**na-atụ anya ya?**

Ọ bụrụ na ị gụọla akwụkwọ a na-akpọ **ANIMAL FARM** ị ga-aghọta nke ọma ihe kpatara Odee abụ a jiri webata aha ahụ bụ ***George Orwelle*** n'abụ a ọ kpọrọ 1983.

gb) Igbuduokwu: '**Ị bụrụ ụgụrụ ruo na Maachị kọọ ọkọchị banye n'udummiri'**

Atụmatụ okwu niile a e depụtara gosipụtara n'ezie na abụ ahụ bụ **1983** jupụtara na nghọta miri emi.

11. Olu Odee Abụ A: Abụ a bụ **1983** bụ abụ ìkpè (abụ nkọcha). **Abụ ahụ bụ 1983 bụ ọmarịcha abụ nke masịrị onye a nyochara ya nke ukwuu.** Ọ bụ abụ kara aka ma bụrụkwa abụ e chemiri echiche ime tupu e dewe ya. N'ezie, abụ a bụ **1983** bụ nke onye dere ya dere ka ọ bụrụ **abụ** n'ihi na ọ bụ otu ahụ ka abụ kwesịrị ka e siri na-ede ya.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ
## NNYOCHA AKWỤKWỌ AGỤMAGỤ
## 'ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM'

i. Aha akwụkwọ a ga-enyocha bụ **ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM.**

ii. Aha onye dere ya bụ **TONY UCHENNA UBESIE**.

iii. Ụlọọrụ Mbipụta Akwụkwọ bipụtara ya bụ **NWAMIFE PUBLISHERS LTD, ENUGU**

iv. Afọ e bipụtara akwụkwọ a bụ **ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM** bụ n'afọ 1975.

### NKỌWA AKWỤKWỌ A BỤ ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM

Akwụkwọ a bụ **ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM** na-akọwa maka otu nwaada aha ya bụ Chinyere, onye nke sooro enyi ya nwaanyị a na-akpọ Ndidi gaa n'ụlọọgwụ ileta nwanne Ndidi, ahụ adịghị. Ihe ndị Chinyere hụrụ n'ụlọọgwụ mere ya ka o kpebie na ọ ga-arụ ọrụ Nọọsụ.

Otu nwoke a na-akpọ Amadi mechara bịawa ka ọ lụọ Chinyere. E mechaa, Amadi, nna ya, nne ya na ndị be ha buru mmanya ga dọnye n'isi Chinyere n'ebe Chinyere ha bi n'Enugwu. Ndị agbataobi Chinyere ha sokwa ńụọ mmanya ahụ. Ka nke a mechara, otu agadi nwoke nwere ego nke ukwuu bịakwara ka ọ lụọ Chinyere, Chinyere na nne ya achọghị nwoke ahụ. Mana nna Chinyere chọrọ ka nwoke ahụ lụwa Chinyere, n'ihi na ọ bụ ọgaranya.

N'ihi na Chinyere na nne ya jụrụ agadi nwoke ahụ, nna Chinyere gakwuuru enyi ya nwoke bụ nna Ekemma maka ịtụrụ ya aro ihe ọ ga-eme. Nna Ekemma gwara nna Chinyere na ọ bụ ya ka ọ dịịrị ikwu onye ga-alụ nwa ya. Nna Chinyere mechara gwa Chinyere ka ọ kwụsị ịhụta ya dị ka nna ya ebe ọ bụ na ọ chọghị ịlụ agadi nwoke ahụ. Chinyere gwara nne ya na ọ bụrụ na Amadi alụghị ya na ọ ga-eje dakpuo oshimmiri Ọnịcha nwụọ. Mana Chinyere na nne ya mechara kwekọrịta na Chinyere ga-ekwe ka agadi nwoke ahụ zụchaa ya n'akụkwọ, ọ hapụ nwoke ahụ gakwuru Amadi ka ọ lụwazie ya. Na Chinyere agaghị ekwe ka ya na nwoke ahụ gbaa akwụkwọ. Nna Chinyere na Emeọdị nwekwara nnukwu ọńụ na Chinyere ekwetala ka Emeodi lụwa ya. Nna Chinyere gwakwara Emeodi na ọ ga-azụcha Chinyere n'ụlọakwụkwọ tupu ya na Chinyere agbaa akwụkwọ. Emeọdị kwetakwara. Chinyere na nne ya mekwara ka Amadi mata maka nkàtà ha na-akpa na aro ha tụpụtara banyere ọlụlu ahụ Emeodi chọrọ ịlụ Chinyere.

Emeọdị na-emekwa ihe o nwere ike, ịhụ na ụmụokorobịa anapụghị ya Chinyere. O gosipụtara nke a site n'ụdịrị akwa ọ kwaara Chinyere. Chinyere banyere n'ụlọakwụkwọ dị n'Owere. Ọ na-edegara Amadi leta, Amadi na-edegakwara ya. Mgbe Emeọdị chọpụtara maka leta a Chinyere na Amadi na-edere onwe ha, site n'aka onye mgbaama Emeọdị nwere, nne Chinyere ghọrịrị Emeọdị mgbe o buuru mkpesa gakwuru ya. Ọ gwara Emeọdị na o nwere onye chọrọ iziga Chinyere ala bekee mana Chinyere ekweghị. Nne Chinyere jekwara n'ụlọakwụkwọ Chinyere ha wee gwa Chinyere ihe na-aga. Nke a meziri ka

Chinyere werezịa aha nwata akwụkwọ ọzọ were na-anatazi leta Amadi.

Mana mpiti kwere. Nne Chinyere mechara nwụọ. Ọ bụkwa Emeọdị wetara ego e jiri kwaa nne Chinyere. Emeọdị deere Chinyere akwụkwọ ka ọ lọta na be ya ma ha mechie akwụkwọ. Chinyere mere ihe nna ya na Emeọdị chọrọ mana o siiri ya ike. Ihere anaghị ekwe Chinyere emegharị ahụ na be Emeọdị n'ihi na ọ chọghị ka ndị mmadụ mara na ọ bụ Emeọdị na-alụ ya. Mana n'ikpeazụ, ụmụakwụkwọ Chinyere ha, ndị nke bidebere Emeodi, ndị nke Chinyere gwara na Emeọdị bụ nwanne ya, si n'ọnụ Emeodi were mata na Emeodi bụ di Chinyere.

Emeọdị mechara were Chinyere gbaa akwụkwọ n'agbanyeghị na ọ bụghị ọchịchọ Chinyere. Chinyere gbanwokwara ụlọakwụkwọ iji were gbanahụ akọmọnụ ụmụakwụkwọ ha maka na ọ lụrụ agadi nwoke.

N'ezie, na ngụcha akwụkwọ Chinyere, Chinyere kacha ụmụakwụkwọ ibe ya were mee nke ọma n'ule. Mana, obi adịghị ya mma n'ihi ụdịrị onye ọ na-alụ ya. Chinyere si ebe ọ gara maka oriri na ọńụńụ maka ngụcha akwụkwọ ha, were tinye isi Ọnịcha ebe ọ nọrọ gbuo onwe ya site n'idakpu n'oshimiri. Mana tupu o mee nke a, o degaara nna ya, nwanne ya, ụkọchukwu na nne ya nwụrụ anwụ leta banyere ihe ọ chọrọ ime.

Oge e bulatara ozu Chinyere, nna ya bakwara n'ụlọ ghọrọ ozu. Ndị bịara ili Chinyere kpawakwuo ma tụpụtawakwuo aro otu a ga-esi likwuo nna Chinyere.

## IHE MMỤTA DỊ N’AKWỤKWỌ BỤ ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM

Ọtụtụ ihe mmụta jupụtara n’akwụkwọ a bụ **ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM.** Ihe mmụta izizi a ga-ebu ụzọ depụta bụ na nna na nne ọbụla kwesịrị ka ha zụọ ụmụ ha nke ọma tupu ha ahapụ ya ka ọ lụọ di.

Ọzọ kwa bụ na ọ bụghị ihe kwesịrị ekwesị ka nna were nwa ya nwaanyị tụọ mgbere. Nna kwesịkwara ka o gee nwunye ya na nwa ya nwaanyị ntị n’ihe ọbụla gbasara alụmdi. Nwoke ọbụla, maọbụ nwaanyị ọbụla ekwesịghị ịhụ ego n’anya karịa ada ha nwaanyị, ha na-eke di.

Nke kacha nke bụ na nwoke ọbụla maara ihe, onye ọbụla kpọrọ onwe ya ezigbo nna, ekwesịghị ịkwanye nwa ya nwaanyị ka ọ lụọ onye na-abụghị obi ya. Alụmdi na nwunye na-akacha ụtọ ma ọ bụrụ na nwoke na nwaanyị ga-alụ onwe ha kwekọrịta n’etiti onwe ha.

N’ikpeazụ, ndị Igbo tụrụ ilu were sị kama m ga-eriju afọ were dachie ụzọ, ka m buru ọnụ. N’ezie, ọchọ ihe ukwu ga-ahụrịrị agba enyi maka na ọ bụ ihe onye tụrụ n’ahịa ka a ga-azụtara ya. Onye ọbụla riri amụ ebulu ji ibi ụgwọ. Maka na ajụghị ajụ were rie na-ebute a rịaghị arịa were nwụọ. Mkpurụ onye kurụ ka ọ na-aghọrọ. Nna maọbụ nne ọbụla chọrọ agamnihu ezinaụlọ ya tọọ ntị n’ala ka ọ nụ ụya agbịsị n’ihi na ntị ga-anụ ihe anaghị aha ka okpu ata.

**USORO E SIRI DEE ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM.**
Usoro e siri dee akwụkwọ agụmagụ a bụ ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM dabara nke ọma. Akụkọ dị na ya bụ akwụkwọ gara n'usoro n'usoro dị ka o siri kwesị. A ga-aghọta nke ọma na odee agụmagụ a bụ **Akaochie** n'ihe gbasara ide agụmagụ Igbo. Asụsụ Igbo o jikwanụ dee agụmagụ a bụ asụsụ Igbo Izugbe. Igbo o jiri dee agụmagụ ya bụ nke na-aga werewere.

A chọpụtakwara na ọtụtụ nka okwu dị n'akwụkwọ agụmagụ a bụ **Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam** bụ nke Ubesie ji aka ya wepụta. Ha dabakwara nke ọma n'ihe ọ na-ede ma mekwaa ka nka okwu na-abawanye n'ihi na anyị agaghị atọ na naanị ndị nke ndị gboo wepụtara.

Ihe ọzọ kwa a ga-arụtụ aka n'usoro e siri dee akwụkwọ a bụ na odee agụmagụ a emeghị ka a mata aha agadi nwoke ahụ bịara ka ọ lụọ Chinyere mgbe kwesịrịnụ. Ọ kọọla akụkọ banyere agadi nwoke ahụ tupu o mee ka **ọgụụ** mata na aha nwoke ahụ bụ Emeọdị.

Nke ọzọ kwa bụ na o nweghị ihe odee agụmagụ a kwuru maka agbamakwụkwọ Chinyere na Emeọdị, na otu Amadi siri hụta agbamakwụkwọ Chinyere na Emeọdị. A kpọtaghị Amadi aha chaachaa ma ya fọdụkwa ịgwa anyị ihe Amadi chere. Naanị ebe aha Amadi batara bụ ebe a sịrị.

> **'O kweta na ya na Maazị Emeọdị ga-agba akwụkwọ, ọ bụrụ ya bụ na nke ya na Amadi agaala….. ihu akwụkwọ 132"**

Nke a bụ echiche Chinyere, ọ bụghị okwu Amadi.

Odee akwụkwọ a enweghịkwa otu o siri kwute maka Amadi nke ukwuu. N'ihi ya o kwesịrị ka o mee ka a mata ọnọdụ Amadi mgbe nne Chinyere nwụrụ.

## NDEHIE DỊ N'AKWỤKWỌ AGỤMAGỤ A BỤ ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM

Ndehie dị n'ime akwụkwọ agụmagụ a adịghị nnukwu. Ụfọdụ n'ime ndehie dị na ya bụ ndị a:

**he, mama, ụmụ aka, amadi, yee, papa, iti nye, ozugbo, ori akụ, akpụkpọ ụkwụ, nime, nebo, nkei,**

Ndezi okwu ndehie ndị ahụ e depụtara n'elu bụ ndị a:

**Ihe, nne, ụmụaka, Amadi, jee, nna, itinye, ozigbo, oriakụ, akpụkpọụkwụ, n'ime, n'ebe, nke …**

## NKA OKWU DỊ N'AKWỤKWỌ A BỤ ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM

Odee akwụkwọ agụmagụ a bụ Tony Uchenna Ubesie ji nka okwu were ghụọ agụmagụ a ahụ. Agụmagụ a bụ nke nka okwu jupụtara n'ime ya. Odee agụmagụ a bụkwa onye eji iji nka okwu achọ ederede ya mma, wee mara. A ga-edepụta ụfọdụ n'ime nka okwu ndị o jiri dee agụmagụ a bụ ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM.

## ILU (PROVERBS)

Ubesie bụ  onye a maara na-eji ilu ata atụ n'agụmagụ ederede ya. Ọtụtụ ilu jupụtara n'akụkwọ agụmagụ a. Ụfọdụ n'ime ha ka a ga-ewepụta. Ha bụ ndị a na-esota:

i) "Nwata amaghị ihe e kechiri na ngwugwu, uche ngwugwwu e kere ana-agụ ya' (Ihuakwụkwọ nke anọ)

ii) 'Ma, ochie dibia ịchụ aja doro anya chụọ aja, ọ dị ka o nyere ndị mmụọ aja n'aka' (Ihuakwụkwọ nke irinaatọ).

iii) 'Nne, abịa adịghị adị, a kụwa aka n'obi. Iyi adịghị adị, a ńụwa ikpere aka'  - (ihu akwụkwọ nke iri na anọ.)

iv) Ndị Igbo tụrụ ilu na-asị na onye rie nke a, rie nke a, nke a egbughị ya, nke a egbuo ya.' – (Ihuakwụkwọ nke iri atọ na asatọ)

v) 'Nwa nnụnụ nọ n'ufe nyụọ ọgụ akpana, o bere ebere n'osisi maọbụ n'ala, ọ nyụchie ala' – (Ihuakwụkwọ nke iri asaa na atọ.)

vi) ‘Ndị Igbo tụrụ ilu sị onye hụrụ ozu lie ozu, ma ya ajụla ihe gburu ozu, maka na mmadụ jupụtachaa ihe gburu ozu, ike kwe, egwu agaghị ekwe ndị mmadụ lie ya.’ – (ihuakwụkwọ iri asaa na asatọ.)

Ọ bụghị naanị ilu ndị a e depụtara dị n’agụmagụ a bụ ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊA. O nwekwara ilu ndị ọzọ.

## AKPAALAOKWU (IDIOMS)

Ụfọdụ akpaalaokwu dị n’agụmagụ a bụ ndị a:

i) ‘Ha abụọ ji anya agba izu’ – (Ihuakwụkwọ nke iri na asaa)

ii) ‘Ọ bụ ego ka ikpe mara.’ – (Ihuakwụkwọ nke iriatọ na ise)

iii) ‘Ịdị na-aghọ nne na nna ha ahịa.’ – (Ihuakwụkwọ iriise na otu)

iv) ‘Ọ bụrụ ya bụ na eke etie mmọnwụ’ – (Ihuakwụkwọ iriasaa)

v) ‘Unu, malite na-ekponye aja na agarị’ – (Ihuakwụkwọ iriasaa na ise)

## MYIRI (SIMILE)

A ga-edepụta ụfọdụ myiri dị n’agụmagụ a:

i) ‘Obi dị ya ka ọkụkọ e megheere mpio ya ka o nwerekwa onwe ya ọzọ’- (Ihuakwụkwọ iriabụọ)

ii) ‘Ńara ańara ka ọbọgwụ na-ańaga na be nna Chinyere’ – (Ihuakwụkwọ iriatọ na atọ.)

iii) ‘Na-eke anya ọkụ ka nwamba nọ n’ọchịchị’ – (Ihuakwụkwọ iriitoolu na atọ.)

## ASỊNIILU (WELLERISMS)

Lee ụfọdụ asịniilu dị n’agụmagụ a:

i) Anụ ọhịa a na-akpọ ururu sị na egwu nrụkọnye ụkwụ na-aka mma n’ugbo akịdị - (Ihuakwụkwọ iri na atọ)

ii) ‘Maka na ụtaba sị na anya na imi bụ nwanne maka na e nye imi ka o rie, anya ebewe akwa’ – (Ihuakwụkwọ iri anọ na ise

iii) ‘Nshikọ sị na chi ya na ọgọ ya riọrọ ya ọrụ otu ụbọchị. Ya gawara ọgọ ya ọrụ, hapụ nke chi ya, chi ya ewere ndụ ya. Ya gawa nke chi ya, hapụ nke ọgọ ya, ọgọ ya akpọrọ nwunye ya….’ – (Ihuakwụkwọ iriisii na anọ)

## NKWUMA (EUPHEMISM)

A ga-edepụta **nkwuma** ụfọdụ dị n’akwụkwọ a:

i) ‘A kpachaghị anya, nna Chinyere na nwoke ahụ nwere ike bụrụ ọgbọ’ – (Ihuakwụkwọ iriatọ na atọ.)

ii) ‘Onye ọ bụla na-akụ ngaji n’eze, na-apapụ ihu’ – (Ihuakwụkwọ otu narị na iri anọ na otu.)

## EGBEOKWU (HYPERBOLE)

Okwu ndị a a ga-edepụta bụ okwu **egbeokwu** ụfọdụ dị n'agụmagụ a:

i) 'Ọ bụ naanị Chinyere bụ akụ ọ kpara n'ụwa a' (Ihuakwụkwọ iriise na anọ.)

ii) 'O mee ka a ga-asị n'ụwa niile na-akpọdo isi n'ala – (Ihuakwụkwọ iriasaa na anọ)

iii) 'Maazị Emeọdị tinye aka n'akpa, akwụkwọ ego esoro aka ya puta' – (Ihuakwụkwọ otu narị na iri na otu )

iv) 'O chetara ka Maazị Emeọdị si na-esu ego bekee ọkụ mgbe nne ya nwụrụ' - (Ihuakwụkwọ otu narị na iri na otu)

v) 'Ụzọ uje na ụzọ ụla Maazị Emeọdị bụ na be Chinyere ha ugbua' – (Ihuakwụkwọ iriasaa na asatọ.)

## IGBUDUOKWU (PARADOX)

A ga-edepụtakwa ụfọdụ **Igbuduokwu** dị n'agụmagụ a bụ ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM.

i) 'Ihe ọ chọrọ ime dị ya n'obi, ma nke ọ ghaghị ime ekweghị ya kwuo ihe dị ya n'obi – (Ihu akwụkwọ iri na asatọ.)

ii) ‘Onye hụrụ ozu lie ya. Ya ajụla ase ihe gburu ozu n’ihi na e mechaa ihe gburu ozu ga-egosi onwe ya’ – (Ihuakwụkwọ iriisii na abụọ.)

iii) ‘N’ihi na ndị ji uche ha ahụ ụzọ ewerela anya kee nkụ ụkwa, tupu a bia gwawa ofeke’ – (Ihuakwụkwọ iri na isii)

## AKPỤOKWU (EPIGRAM)

Lee ụfọdụ **akpụokwu** dị n’agụmagụ a:

i) ‘Ọ kabeghị nka, ma ọ hụla oriri ji ọhụrụ ọtụtụ ugboro na ndụ ya’ – (Ihuakwụkwọ iriabụọ na itoolu.)

ii) ‘M nwee ibu arọ ọbụla ọ bụ gị bụ ajụ m ji wee na-ebu ya’ – (Ihuakwụkwọ irianọ na abụọ)

iii) ‘Anyị maara nke ọma na ebe mkpọrọgwụ nwaanyị dị bụ na be nna ya.’ – (Ihuakwụkwọ iriisii)

iv) ‘Ka m gwa ha na ọ bụ Chinyere gburu m tupu m nwụọ’ – (Ihuakwụkwọ iriisii na abụọ)

## AJỤJỤ NZARAONWE (RHETORICAL QUESTION)

Ụfọdụ ajụjụ **Nzaraonwe** dị n’agụmagụ a bụ ndị a:

i) ‘O nwere ihe ọ bụla mmadụ richara. Loo mkpụrụ eze? ‘ – (Ihuakwụkwọ irianọ na-atọ)

ii) ‘Ị ga-eji maka ndị na-abịara ya di, were jụ onye a na-abịara di? – (Ihuakwụkwọ iriisii na abụọ.)

## ORURUGHAOKWU (CLIMAX)

Ngwa, lee ụfọdụ **orurughaokwu** ndị a dị n’agụmagụ a:

i) ‘Unu bụ ụmụaka ji anya unu na-ahụ ụzọ, ma anyị bụ ndị okenye ji uche anyị na-ahụ ụzọ’ – (Ihuakwụkwọ iriise na itoolu).

ii) ‘Gị bụ onye nke mbụ. Mụ bụ onye nke abụọ. Chinyere bụ onye nke atọ. Ndị na-abịara ya di bụ ndị nke anọ’ – (Ihuakwụkwọ iriisii na abụọ.)

iii) ‘Nwoke na-eto, mkpa ya ana-eto. Ma, nwoke gbaa afụ ọnụ, mkpa na-eche ya eburu ya ụzọ gbaa ajị imi na ajị obi – (Ihuakwụkwọ iriisii na isii.)

## NHAGIDEOKWU (ANTITHESIS)

Ụfọdụ **nhagideokwu** dị n’agụmagụ a bụ ỤKPAKA MỊỊRỊ ONYE ỤBỊAM bụ ndị a:

i) ‘Ire na eze bụ nwanne, ma ire bu eze ụzọ pụta ụwa’ – (Ihuakwụkwọ iriisii na otu)

ii) ‘Chinyere dị ndụ nwụọ ọnwụ- (Ihuakwụkwọ iriisii na asaa)

## MGBUDAOKWU (ANTICLIMAX)

Mgbudaokwu bụkwa atụmatụ okwu ọzọ a ga-arụtụ aka n'akwụkwọ a. Ngwa, lee nke a:

i) 'Ị hụrụ ebe ihe ga-adịrị anyị na gị mma, sị na ọ bụ ọhịa ka ị ga-eso' – (Ihuakwụkwọ iriasaa na asaa).

O kwesịghị ka ọ bụrụ ihe ịtụnanya n'ebe ị nọ banyere ụdịrị atụmatụ okwu nka dị iche iche odee agụmagụ a bụ **Tony Uchenna Ubesie** jiri ghụọ agụmagụ a bụ **Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam,** ahụ. N'ihi na anyị maara nke ọma na atụmatụ okwu nka na-erubere Tony Uchenna Ubesie isi, ma na-ejekwara ya ozi.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ATỌ

1. Gịnị bụ nnyocha abụ?

2. O nwere usoro a na-agbaso na nnyocha abụ?

3. Kedụ ihe kpatara e ji enyocha abụ?

4. Lee ABỤ a a ga-edepụta, na-esota ugbua, ka ị gụọ ya ma nyochaa ya nke ọma.

## NTAJIANYA

Agbara m ụzọ kulie
Ha na ụra na-eme
Nlọta m n’ime ndeeri
Ha alakpuchaalarị
Mmanụ
Ahụghị m rachaa
Ma n’ụtụtụ ma n’abalị
Mana
Nri na-afụ ha ụfụ n’afọ
Mmanya
Ha ńụchaa
Ha ana-adagharị
Ańụrị abụrụ mmiri ozizo
N’ebe ha nọ
Echiche ma a ga-efokwa chi
Na-echu m ụra.
Ma ehihie ma abalị

Chi jie
Nlakpu m bụ
Maka na chi ejiela
Na ibe m alakpuchaala
Ọ bụghị na ụra na-atụ m
Malite n’abalị ruo na ndeeri
Were pụta n’ụzọ ụtụtụ
Mụ na echiche ihe echi ga-abụ
Na-etikọrịta nku.

Mana
Ha lakpuo
Ọ dị ha ka chi efola efo
Ha mụchie anya
Ụra buru ha
Ha na nrọ
Otu ha siri nọdụ n’alaeze
Ana-ekwekọrịta n’aka

N’Ikpeazụ
Mụ mechaa chọta awele m
Chukwu Nna bi n’eluigwe
Hichaa m anya were sị
Ahụhụ m hadebe otu ahụ
Ha agaghịzị alakpu rahụ ụra
Mgbe ọbụla ha nụrụ maka m
Ụtụtụ, ehihie, abalị, ndeeri anyasị
Ha ataa aka n’ọnụ
A kọta akụkọ m ebe ha nọ
Ha ekponye ya aja
Ma zọtọọ ya

M gafee ebe ha nọ
Ha efifie n’isi
Ha nụ ọnụ okwu m
Obi ana-agbọwa ha
Ncheta m
Iwe eju ha obi
Ikuku m kuo

Ha emee, ‘Tụfịakwa’
Anya ha hụrụ m
Na-egbu ha emeri
Mụ kuru mmiri ńụọ
Ekpere ha abụrụ ka ọ gbado m

N’ezie, Agamniihu m
Na-ata ha mmiri n’ahụ
Ekpere ha mgbe niile n’ebe m nọ
Bụ ka ụzọ m chie

Mana iji kwuo eziokwu
Ihe ndị a na-atọ m ọchị
N’ihi na ihe Chkwu guzobere
Mmadụ enweghị ike ikwatu ya
Maka na ụzọ Chukwu gughere
Mmadụ nọ ndụ
Enweghị ike iguchi ya

N’ezie, Ntajianya
Ị bụghị ezigbo mmadụ
Ọnwụ kwesịrị gị
Mana naanị mgbe ọnwụ ga-ewere gị
Bụ mgbe ị kwụsịrị
Ile anya agbamụmbọ
Mmadụ ibe gị
Ma  nwekwaa  afọ ojuju
Na nke gị onwe gị.

Ma chetakwa
Ọ bụrụ na  i meghị otu ahụ
Ụmụ ụwa akpọgbuo gị n'ọnụ
E were mbazu gwuo ili gị
Ma werekwa nkịrịnka ute
Lie gị n'ajọ ọhịa.

***Si n'akwụkwọ Abụ,***
***ỌDỊ M N'OBI***
***(1997)***
**Chinedum E, Ofomata**
**Enugu.**

# NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ANỌ
# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
# AGỤMAGỤ ỌDỊNAALA

Ụwa a anyị nọ n'ime ya jupụtara n'akụkọ, akụkọ dị iche iche. Ọ bụrụ na ọ bụghị akụkọ maka ụwa, ọ bụrụ akụkọ maka ihe dị n'ime ụwa. N'ihi nke a, ihe niile dị n'ime ụwa a nwekwara akụkọ banyere ya. Ma mmadụ, ma agbụrụ, ma obodo, ma mba, ma ọnọdụ ụwa, tinyekwara ekereeke dị iche iche jupụtara n'ụwa, nwere akụkọ banyere ha. Ọ bụrụ na anyị kweta na ihe ndị dị otu a bụ eziokwu, o kwesịrị ka anyị mata na ndị Igbo na kwa ala Igbo so n'ihe ndị mebere ụwa a. N'ihi ya, e nwekwuazịrị akụkọ banyere ha, na kwa ụdịrị ndụ obibi ha..

Agụmagụ ọdịnaala bụ agụmagụ na-enye nkọwa banyere Igbo, ndị Igbo na ndụ ndị Igbo. Malite mgbe e kere ụwa a were ruo taa, ndị Igbo bụ ndị nwere ụdịrị akụkọ dị iche iche banyere ụwa ha. N'ihi nke a, a ga-asị na agụmagụ ọdịnaala bụ usoro akụkọ banyere mmalite ndụ ndị Igbo, mmalite ụwa ha, usoro obibi ndụ ha, ka ha si ahụta ụwa, echiche ha banyere ụwa ha nọ n'ime ya, mmasị ha na nghọta ha banyere ụwa, ndụ ha na kwa ọnwụ ha n'ime ụwa ha hụrụ onwe ha na ya. N'ezie, ndị Igbo nwere akụkọ dị iche iche banyere ndụ ha na kwa ụwa ha nọ na ya. Ọ bụ ụdịrị akụkọ ndị ahụ ka a maara dịka agụmagụ ọdịnaala.

Agụmagụ ọdịnaala bụ akụkọ ndị ahụ ndị Igbo ji ọnụ were na-akọ banyere ụwa, ndụ ha na nghọta ha n'ime ụwa. Agụmagụ ọdịnaala bụ akụkọ ndị ahụ ndị Igbo ji ọnụ akọ ma na-egosipụtakwa maka ọnọdụ ụwa ha, otu ha siri malite, omenaala

ha na kwa ka ha si ebi ndụ. Mgbe gboo, ndị Igbo bụ ọnụ ka ha ji akọ maka ụwa ha na ndụ ha n'ụ'ụwa. Ide ihe n'akwụkwọ apụtabeghi mgbe ahụ. Akụkọ niile na mmụta niile bụ ọnụ ka e ji eme ya. Akụkọ na-emekwa o si n'aka, o fere n'aka. Maka na ọkpụkpụ nna tafọọrọ nwa ya bụ ọfọ. Ọ bụ akụkọ niile ahụ ha na-akọ nke e sighị n'akwụkwọ ebe e dere ya were na-akọ ka a maara dị ka agụmagụ ọdịnaala.

E nwere agụmagụ ọdịnaala dị iche iche. Otu n'ime ha mụ ga-eleba anya ugbua bụ akụkọ **Ifo**. N'ala Igbo, akụkọ ifo so n'otu mkpọrọgwụ wubere agụmagụ ọdịnaala. ***Gịnị kwanụ bụ akụkọ Ifo?*** Akụkọ ifo bụ akụkọ ọdịnaala ndị Igbo na-akọ iji were nwee mmụta, nghọta, nkuzi na kwa obi ụtọ banyere ndụ ha na kwa ụwa ha hụrụ onwe ha na ya. Akụkọ ifo nke a makwaara dịka akụkọ ọdịnaala na-ejupụta n'ihe mmụta dị iche iche ma dịkwa omimi. Ndị Igbo ji akụkọ ifo were na-enye mmụta pụrụ iche n'ụwa ha nọ na ya. Akụkọ ifo bụ akụkọ ọdịnaala ndị gboo mewere ma wube iji were na-enye ụmụ ha na kwa agbụrụ Igbo ọzụzụ gbadoro ọkpa n'amamihe nke ụwa. O nweghị onye nwe akụkọ ifo kama ọ bụ akụkọ dịịrị onye ọbụla bụ onye Igbo na kwa onye na-achọ ka ọ mata maka ndị Igbo. Ndị Igbo na-eji ma mmadụ, anụọhịa, ndịmmụọ, osisi, anụmanụ na kwa ekereụwa dị iche iche were na-eme akụkọ ifo. Ha na-eme nke a iji were mee ka anyị bụ ndị Igbo were nweta mmụta ma nwekwaa amamihe tọrọ atọ.

Agụmagụ ọdịnaala ọzọ e nwere n'ala Igbo bụ **Ejije**. Ndị Igbo nwere ejije ọdịnaala nke so Igbo na kwa ndị Igbo were malite. Ejije ọdịnaala bụkwa ihe ndị Igbo ji wee na-eme onwe ha obi

ụtọ. O nweghị onye ga-akọwanwu mgbe ejije ọdịnaala malitere n'ala Igbo. Mana naanị ihe mụ ga-ekwu bụ na ejije ọdịnaala malitere mgbe agbụrụ Igbo malitere. Ejije ọdịnaala bụ ụzọ dị iche iche ndị Igbo si egosipụta ndụ ha site n'egwuregwu na ime ihe ngosipụta n'ụzọ ịkpa ọchị na ime obi ụtọ banyere ndụ ha. E nwere ejije ọdịnaala dị iche iche n'ala Igbo. Ụfọdụ n'ime ha bụ iti mmọnwụ, ịgba mgba, ịda iya, ịzụ ọkụka, ịtụ nnya dgz. Ndị Igbo si n'ejije ọdịnaala ndị a were na-enye onwe ha ọńụ, mmụta na kwa obi ụtọ.

Agụmagụ ọdịnaala ọzọ akwụkwọ a ga-eleba anya bụ **Abụ Ọdịnaala**. Abụ ọdịnaala bụ okwu gbara ọkpụrụkpụ ndị Igbo na-ekwu n'ọnọdụ ọbụla ha hụrụ onwe ha n'ụwa. Ihe ọbụla mere onye Igbo, ma nke ọma, ma nke ọjọọ, nwere ụdịrị okwu ndị Igbo na-ekwu banyere ya n'ụdịrị egwu. Ọ bụ okwu a ka a na-akpọ ịma mbem n'asụsụ Igbo. Abụ na-abụ okwu na-ejupụta n'amamihe na kwa nghọta. Ofeke anaghị aghọta abụ ma ọ na-anụ ya. Ọ bụ onye maara ihe nke ọma ma bụrụkwa onye anya ruru ala bụ onye na-aghọta echiche dị n'abụ ọdịnaala. Abụ ọdịnaala bụkwa ụdịrị abụ ndị ahụ ọ bụ naanị n'ọnụ ka e si ekwupụta ha. E nwere ọtụtụ abụ ọdịnaala dị iche iche. Ụfọdụ n'ime ha bụ abụ ọnwụ, abụ akwamozu, abụ nwa, abụ agha, abụ otito, abụ ikpe dgz. E nwekwara ọtụtụ ndị ọzọ ndị Igbo wubere iji were na-ezipụta ọnọdụ ha n'ụwa a.

## NKE IRIABỤỌ NA ANỌ

1. Gịnị bụ agụmagụ ọdịnaala?
2. Kọwaa mgbe agụmagụ ọdịnaala malitere.
3. Depụta uru atọ agụmagụ ọdịnaala bara.
4. E nwere agụmagụ ọdịnaala dị iche iche. Depụta ha n'otu n'otu.
5. Akụkọ ifo o so n'agụmagụ ọdịnaala?
6. Kọọ otu akụkọ ifo ị maara.
7. Dee ma kọwaa ihe bụ ejije ọdịnaala.
8. Depụta ihe ịmaatụ atọ na-akọwa ejije ọdịnaala.
9. Gịnị bụ Abụ ọdịnaala?
10. Kedụ aha ọzọ ọ dị gị ka e nwere ike iji were kọwaa abụ ọdịnaala?
11. Ejije ọdịnaala na akụkọ ifo, ha bụ otu? Kọwaa onwe gị nke ọma.

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ISE

## IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
## NJIRIMARA NDỊ IGBO

Ihe ọbụla Chukwu kere n'ụwa a nwere ihe e jiri mara ya. Ụwa anyị nọ n'ime ya nwekwara ọtụtụ ihe e jiri mara ya. Ọ bụ ihe ndị ahụ e jiri mara ya kpatara e ji aghọta na ọ bụ ụwa. Ebe ọbụla na kwa mgbe ọbụla e jiri kọta maka ihe ndị ahụ e jiri mara ụwa, a marala na ọ bụ maka ụwa ka a na-akọ maka ya.

Igbo na ndị Igbo sokwa na ndị nọ n'ụwa a. Ha nwekwara ihe dị iche iche e jiri mara ha. Ọ bụkwa ihe ndị ahụ e jiri mara ha bụ ihe ndị na-akọwa maka ha. O bụkwa ihe ndị ahụ ka a maara dịka njirimara ndị Igbo. Oge ọbụla a rụtụrụ aka n'ihe ndị ahụ bụ njirimara ndị Igbo, a marala ma ghọtakwa ozigbo na ọ bụ maka ndị Igbo ka a na-ekwu maka ha. O kwesịkwara ma bụrụkwa ihe ziri ezi na a ga-arụtụ aka n'ihe ndị ahụ bụ njirimara ndị Igbo.

### A. ASỤSỤ

Otu n'ime njirimara ndị Igbo bụ asụsụ. Ihe izizi e ji amata mmadụ, ogbe, obodo maọbụ mba bụ asụsụ. Ọ bụ site n'asụsụ mmadụ sụrụ ka e si amata ebe o si na kwa onye ọ bụ. Onye ọbụla nọ n'ụwa a nwere asụsụ ọ na-asụ. Ọ bụkwa asụsụ ahụ ọ na-asụ na-akọwa ya ma na-emekwuazị ka a mata ya. Otu ahụ kwa ka o siri dị n'ebe obodo dị. Obodo niile dị n'ụwa nwere asụsụ e jiri mara ha. Ọ bụkwa asụsụ ahụ e jiri mara ha jikọrọ ha ọnụ dịka otu obodo. Ọ bụkwa otu ahụ ka o siri dị n'ebe mba dị iche iche e nwere n'ụwa a dị. O kwesịkwara ka anyị mata na ọ

bụ n’ime mba dị iche iche ka e si enweta agbụrụ dị iche iche. Asụsụ sokwa n’ọkpụrụkpụ ihe ndị na-ehibe agbụrụ.

Igbo bụ otu n’ime nnukwu agbụrụ e nwere n’ala anyị a bụ Naịjirịa na kwa na mba ụwa. Agbụrụ Igbo nwekwuazịrị asụsụ e jiri mara ha. Asụsụ e jiri mara agbụrụ Igbo ka a na-akpọ asụsụ Igbo. Njirimara izizi na kwa njirimara kacha e ji amata onye Igbo bụ asụsụ Igbo. Onye Igbo sụọ asụsụ Igbo, a marala na ọ bụ onye Igbo.

Onye Igbo ọbụla amaghị asụ asụsụ Igbo maọbụ na-achọghị ka ọ na-asụ asụsụ Igbo agọnahụla mkpọrọgwụ njirimara ya. Ụdịrị onye Igbo dị otu ahụ atọla maka na ngwere gbawa ọsọ were hapụ ukwu osisi, aka akpara ya. O kwesịkwara ka anyị mata na ọ bụ asụsụ onye bụ ùgwù na nsọpụrụ onye ahụ. N’ihi nke a, onye ahapụkwala asụsụ ya. Onye Igbo ọbụla kwesịrị ka ọ hụ asụsụ ya n’anya ma na-asụru ya n’isi.

## B. EKIKE

Njirimara ọzọ a ga-arụtụ aka n’akwụkwọ a bụ **Ekike**. Ekike bụ usoro mmadụ si akwado onwe ya maọbụ dozie onwe ya n’ụdị ọchịchọ na nnabata nke agbụrụ ya. Ndị Igbo nwere otu ha si akwado onwe ha ma na-edozikwa onwe ha n’ọchịchọ na kwa nnabata nke agbụrụ Igbo. Ọ bụ ụdịrị ọnọdọ ahụ ka a maara dị ka ekike ndị Igbo. Ndị Igbo nwere otu pụrụ iche ha si akwado onwe ha. Ọ bụkwa otu ahụ ha si akwado onwe ha na-egosipụta ekike ha. Ndị Igbo nwere ekike e jiri mara ha. Ma nwata, ma okenye, ma nwoke, ma nwaanyị, ma agbọghọbịa, ma okokporo, ma ndị agadi, nwechara ụdịrị ekike ha. Mana ekike ha niile

gbadoro ụkwụ na ndụ ndị Igbo. N'ala Igbo, n'ekike ndị Igbo, mgbe elu bụ ala ọsa, nwoke na-eke uwe n'ukwu ya ma yirikwa uwe mkpụda nke a ga-akwakwa n'ọdịdị uwe ndị Igbo. Ọtụtụ mgbe ka ndị nwoke na-eke akwa ma yirikwa eluakwa aka gịrịgịrị. Ụmụaka, ụmụnwoke na ụmụokorobịa na-awa ọgọdọ. Mana ugbua, ha na-eyizi nịka na uwe eluahụ maọbụ uweọkpa ogologo na kwa akwa eluahụ. Ụmụnwaanyị, ma ndị nnenwaanyị, ụmụagbara nwaanyị na-ama ọgọdọ, yiri akwa eluahụ ma kekwaa ịchafụ isi. Ụmụagbọghọbịa na-eyi akwa mkpụcha. Mana, oge ochie, ụmụagbọghọbịa na-eyi jigida ma werekwa mgbaaka na mgbaọkpa were chọọ onwe ha mma. N'ala Igbo, ekike ndị chiri echichi na-adịkwa iche. Ha kacha eme ekike ha ka ọ dị iche nke na ha na-ekpu okpu mmee mmee, na-eyi ákà ma n'olu, ma n'áká. N'obodo ụfọdụ n'ala Igbo, ndị chiri echichi na-agba òwú n'ọkpa ma na-etekwa nzu n'anya.

## CH. NRI

Ihe ọzọ kwa e jiri mara ndị Igbo bụ nri ha na-eri. Nri bụ otu n'ime ọkpụrụkpụ njirimara agbụrụ ọbụla. Ụdịrị nri agbụrụ a na-eri abụghị ụdịrị nri agbụrụ ọzọ na-eri. Iji were maa atụ: Ọ bụghị ụdịrị nri ndị Awụsa na-eri ka ndị Yoruba na-eri. Ọ bụghịkwa ụdịrị nri ndị Yoruba na Awụsa na-eri ka ndị Igbo na-eri. Nri sokwa n'ihe ndị na-akọwa agbụrụ ma na-egosipụtakwa ebe onye si. Ndị Igbo nwere ọkpụrụkpụ nri dị iche iche e jiri mara ha. Ụfọdụ n'ime nri ndị e ji mara ndị Igbo bụ:

## NRI NDỊ IGBO NA KA E SI ESI HA

| | NRI | KA E SI ESI YA |
|---|---|---|
| 1 | Akpụ | A na-ayọ ya ayọ, sụọ ya asụ n'ikwe tupu e riwe ya. A na-elo ya elo. Ọ bụkwa ofe ka e ji elo ya |
| 2 | Akịdị | Akịdị na-adị ka agwa mana ọ bụghị agwa. A na-ebio ya ebio tupu e riwe ya. E ji achịcha, ji maọbụ nri ọ dabaara ha na ya were na-eri ya. |
| 3 | Ji | Ji ka ndị Igbo maara dị ka eze nri. A na-esi ya esi, e sichaa ya, e riwe ya. A na-ahụkwa ji n'ọkụ. A hụchaa ya, a kpachaa ya, were mmanụ rie ya. A na-ejikwa nri were na-ebio ji. E nweghị otu e sighị eri ji. E nwekwara ike sụọ ya nri otu ahụ e si asụ akpụ ma werekwa ofe rie ya maọbụ loo ya. Ọ bụrụ na e mee ji otu ahụ, a kpọọ ya nriji. |
| 4 | Fịọfịọ | Fịọfịọ na-adịkwa ka agwa mana ọ bụghị agwa. A na-esikwa ya otu ahụ e si esi agwa. E jikwa ji maọbụ achịcha were na-esi fịọfịọ. Ọ bụkwa nri e jiri mara ndị Igbo. |
| 5 | Abacha | Abacha bụ otu n'ime nri ndị Igbo ejighị egwu egwu. A na-agwọ ya agwọ ma were kwa ụkpaka, anara, azụ, ịsha dgz were taa ya |
| 6 | Achịcha | Achịcha bụkwa nri ọzọ e jiri mara ndị Igbo. Ọ bụ site n'ede e beriri eberi ma chekpọọ n'anwụ ka e si enweta achịcha. E jikwa ji |

| | | |
|---|---|---|
| | | maọbụ fịọfịọ were na-esi ya. |
| 7 | Arịbọ | Arịbọ bụ nri ndị Igbo na-ese ese tupu ha eriwe ya. Ọ bụ otu ahụ e si elo akpụ ka e si elo ya. |
| 8 | Ọka | Ndị Igbo ji ọka eme ọtụtụ nri dị iche iche. Ndị Igbo nwere nri a na-akpọ nriọka, ịgbagwụọka, akamụ dgz. A na-ahụkwa ọka n'ọkụ were ùbé taa ya. |
| 9 | Ụkwa | Ụkwa bụkwa nri ọzọ magburu onwe ya e ji were mara ndị Igbo. Ịkwado ya na-ahịa ahụ mana oriri ya na-atọ ụtọ. |
| 10 | Mbụgụrụ | N'ezie, ọtụtụ ndị Igbo ugbua amaghị nri bụ mbụgụrụ. Mbụgụrụ bụ ezigbo nri nke e si na jimmiri na-enweta. A kwọrie jimmiri, e kee ya n'akwụkwọ, sie ya n'ọkụ. O ghee, ọ fụọ afụ, e riwe ya. |
| 11 | Ọkpọoged e | Ọkpọogede bụkwụazị nri ndị Igbo. Ọ bụ jioko (ogede) chadere achade ka e ji eme ya. |
| 12 | Ede | Ede sokwa na nri ndị Igbo. E ji ede eme ụtara olilo, ụtara ofe, achịcha, na kwa nri dị ka ji. Mana tupu e sie ede were rie ya dịka ji, a na-esite ya aka n'ọkụ ka ọ chaa acha iji were mee ka ọ tọọ ụtọ ma hapụ ịgbaka onye riri ya agbaka, n'akpịrị. |

Chetakwa na ndị Igbo nwechakwara ihe di ka ***ofe onugbu, ofe ọkwụrụ, ofe nsara, ofe ose, ofe ọha, ofe ọkazị, ofe ọgbọnọ, ofe arịgbị, ofe akwụkwọnri, ofe egwusi, ofe achị, ofe ụgụ, ofe***

***achara,*** dgz. E nwekwuazịrị ọtụtụ nri ndị Igbo nke a gaghị enwe ike depụta n'ebe a ugbua. Chọpụta ha ma depụtakwa ha. Ọ ga-abụ ihe magburu onwe ya ma ọ bụrụ na e mee ka ị ghọta na o nwekwara nri ndị ọzọ e jiri mara ndị Igbo, mana nri ndị ahụ bụ nri ndị Igbo ńụtara ańụta. Ụfọdụ n'ime nri ndị ahụ bụ: ***osikapa, àgwà, dawa, amala, ewedu, garị, akamụ, agidi,*** dgz. Nri ndị a abụghị ndị Igbo nwe ha mana ndị Igbo na-eri ha.

## D. OMUME (ÁGWÀ)

Njirimara ọzọ kacha mma e ji mara ndị Igbo bụ **omume**. N'ala Igbo, ndị Igbo na-ekwu okwu were na-asị na àgwà bụ mma. Na ọ bụ ire ọma ka ejula ji aga n'ogwu. Maka na nwa ewu gbuo ikpere naabọ n'ala, ọ ńụọ nne ya ara. Iluokwu Igbo ndị m depụtara bụ okwu ndị na-akọwa maka omume na kwa akparamagwa. Ndị Igbo na-ahụta onye na-eme ezigbo omume dị ka onye Chukwu keziri ekezi ma gọziekwa nke ọma. Ndị Igbo kpọrọ ajọ omume asị ma na-agbapụkwara omume ọjọọ, ngịrị.

Ndị Igbo kwenyesiri ike na omume mmadụ na-akọwa ka ndụ onye ahụ siri dị. Onye nwere ezigbo omume bụ onye ndụ ya kwụ ọtọ. Mana onye ajọ omume bụ onye ndụ ya ruru inyi ma bụrụkwa onye ndụ ya gbagọrọ agbagọ. Ndị Igbo na-agbara onye ajọ omume ọsọ ma na-agbakwurukwa onye ezigbo omume. Ndị Igbo weere onye ezigbo omume dị ka onye kwụwara aka ya ọtọ. Ezigbo omume bụ mmadụ inyere mmadụ ibe ya aka, mmadụ isepụ aka n'ihe rere ure, mmadụ ibi ndụ n'ụzọ na kwa n'usoro nke Chineke, mmadụ inwe mmụọ mgbaghara, mmadụ ịkwọ mmadụ ibe ya n'azụ, mmadụ ikwu

eziokwu, mmadụ ịsọpụrụ ala ọ zọdoro ọkpa, mmadụ inwe ịhụnanya n'ebe mmadụ ibe ya nọ, dgz.

Mana ọtụtụ agwa ọjọọ bụ ha bụ ihe ndị na-ezipụta ajọ omume n'ala Igbo. Ụfọdụ n'ime agwa ọjọọ ndị ahụ bụ ndị a: ịkpọ asị, ekworo, anyaukwu, ohi, mmegbu, mkpagbu, asị, mgbaokpuru, asịrị, iwe, obi ọjọọ, ọnụma, mmegide, obi ilu, amaghị Chineke, inara mmadụ ihe ya n'ike, orilù dgz. Agwa ọjọọ ndị ahụ e depụtara abụghị naanị ha bụ agwa ọjọọ. N'ezie ndị Igbo kpọrọ agwa ọjọọ na omume ọjọọ, asị. Ha anaghị achọ ka ụdịrị ihe dị otu ahụ bịakwute ha. Ha na-agbakwara onye na-eme ụdịrị omume dị otu ahụ ọsọ ma chaara ya n' uzọ n'ihi na ọ bụ nkwenye ndị Igbo na ọ bụ ihe onye metara, o were isi ya buru. Maka na onye zakọọ, o kpoo. Onye e kpochaghị, ọ gbawa nje. N'ihi na ọ bụ a gbachaa egwu ọ laa n'ukwu.

## E. OMENAALA

Ihe e ji ama ndị maọbụ agbụrụ, maọbụ mba, maọbụ obodo, maọbụ onye, bụ omenaala. Omenaala na-egosipụta ka ndị si ebi ndụ ha. Ndụ anyị nọ na ya nwere usoro kwesịrị ka e were na-ebi ya. O nwekwara ụzọ e kwesịrị isi were na-ebi ya. Mgbe ọbụla a gbahapụrụ usoro ndị ahụ, ndụ agaghịzikwa adị ka e siri chọọ ya.

Iji were jikọlata ndụ ọnụ, ma mee ya ka o nwee usoro, ùgwù na nsọpụrụ, e nwee omenaala. Ndị ọbụla nwere omenaala ha. Maka na ọ bụ omenaala ndị na-edu ha. Mba na-enweghị omenaala anaghị enwe usoro ndụ. Ndị Igbo nwere usoro omenaala ha. Ọ bụkwa omenaala ha ka ha ji were na-ebi ndụ

n'usoro kwesịrịnụ na kwa otu dị mma. Ndị Igbo nwere omenaala dị iche iche. Ọ bụkwa omenaala ndị ahụ ka ha ji were na-ahazi ndụ ha ma na-ebikwa ndụ. Usoro obibi ndụ ha niile gbadoro ụkwụ n'omenaala ha. Ọ bụkwa omenaala ha ka a maara dị ka omenaala Igbo. Ihe niile banyere ndụ ndị Igbo nwere otu e si eme ya. Ọ bụ otu e si eme ya bụ omenaala a na-ekwu maka ya.

Ndị Igbo nwere ọtụtụ omenaala dị iche iche. Otu niile ndị Igbo si ebi ndụ nwere usoro ya. Ọ bụkwa omenaala bụ usoro ndụ ahụ. Ụfọdụ n'ime omenaala ndị Igbo bụ: alụmdinanwunye, echichi, ọmụgwọ, oriri, ipu eze, mmọnwụ, ekike, ịgba afa, afaagụ, ekele, ịgba mgba, egwu ọnwa, mmemme dgz. Omenaala Igbo juru eju ma bara abara. Omenaala Igbo gbasara omume na kwa akparamagwa ndị Igbo. Ihe ọbụla ndị Igbo na-eme na kwa otu ọbụla ndị Igbo si eme omume gbadoro ụkwụ n'omenaala ha. Maka na ngwere gbawa ọsọ were hapụ ukwu osisi, aka akpara ya.

## F. ỌRỤAKA

Ndị Igbo na-atụ ilu were na-asị na ọ bụ aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ. Maka na ngana kpuchie ute agụụ ekpughee ya. Ilu a bụ ilu okwu tọrọ mụ na gị. Ilu okwu dị tupu anyị pụta ụwa. Ọ bụ ndị gboo wepụtara ya. Ihe ilu okwu a na-egosi bụ na ndị Igbo ekwenyeghị n'umengwụ. Ha ekwenyeghị n'ịnọ nkịtị. Ha kwenyesịrị ike na mmadụ ga-agba mbọ nke ọma tupu ọ kpata ihe ọ ga-eri. Na onye nọrọ nkịtị, agụụ egbuo ya. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara ndị Igbo ji wee bụrụ ndị na-arụsị ọrụ ike ma bụrụkwa ndị e ji ịgba mbọ n'ụzọ pụrụ iche wee mara.

Tupu ugbua, ndị Igbo nwere ọrụaka dị iche iche. Ọrụaka ndị ahụ bụkwa ọrụaka e ji wee mara ha. Ọ bụkwa ọrụaka ndị ahụ ka ha ji were bie ndụ ha ma werekwa kwadoo maka echi ha. Ọ bụ eziokwu na ọtụtụ ọrụaka ọgbaraọhụrụ dị iche iche abatala n’ala Igbo na kwa n’etiti ndị Igbo, mana tupu ọrụaka ndị ahụ abata, e nwere ọrụaka ndị Igbo ji wee biri. Ụfọdụ n’ime ọrụaka ndị ahụ bụ ndị a:

| | **ỌRỤAKA DỊ ICHE ICHE** | **NKỌWA HA** |
|---|---|---|
| 1 | Ọrụugbo | N’ala Igbo, ọrụugbo ka e ji wee mara ndị Igbo, ma nwoke ma nwaanyị, ma ụmụaka. Ọrụugbo n’ala Igbo bụ ịkọnye nri dị iche iche n’ala, ma werekwa ya ma oge isikwa n’ala wepụta ya, ruo. Ụfọdụ ihe ndị ahụ ndị Igbo na-akọnye n’ala bụ ji, ede, ọka, akwụkwọnri, jioko, une, dgz. |
| 2 | Ịkpa anụ | E jikwa ịkpa anụ wee mara ndị Igbo. Aha ọzọ e jikwa wee mara ịkpa anụ bụ anụ enunu. Ịkpa anụ bụ ịzụ anụ. Ha too e ree ha ma were kwa ego e retara na ha were gboo mkpa. Ụfọdụ n’ime anụ ndị ahụ ndị Igbo na-akpa bụ: ewu, ọkụkọ, ọbọgwụ, nwamba, ezi, ehi, nkịta, dgz. Anụ ndị a bụcha anụ enunu ma bụrụkwa anụ e ji akpata ego. |

| | | |
|---|---|---|
| 3 | Ite mmanya | E nwere mmanya e ji were mara ndị Igbo. Mmanya ahụ bụ nke a maara dị ka mmanyaọcha. Ya bụ mmanyaọcha dị kwa n'ụdị dị iche iche. N'ime ya ka e nwere mmanya nkwụ na mmanya ngwọ. Ọ bụ iwepụta mmanya ahụ ka a ńụọ ka a maara dị ka ite mmanya. Onye na-ete mmanya n'ala Igbo bụ onye otenkwụ. E sikwa n'ite mmanya akpata ego |
| 4 | Ịchụ nta | Ịchụ nta bụ igbu anụ dị n'ọhịa maka oriri na kwa maka ịkpata ego. Usoro e ji egbu anụọhịa ndị a ka a na-akpọ ịchụ nta. Onye Igbo na-achụ nta ka a maara dị ka dinta. N'ihi nke a, ịchụ nta sokwa n'ọrụaka ndị Igbo. |
| 5 | Ọkụazụ | Ọkụazụ bụkwa ọrụaka ndị Igbo. Ọkụazụ bụ igbu azụ na mmiri maka oriri na kwa maka inweta ego. Maka na onye Igbo gbuo azụ, ọ bụrụ na o righị ya eri, o ree ya ere were nweta ego. |
| 6 | Ịkpa nkata | Ma ruo taa, ịkpa nkata bụkwa nnukwu ọrụaka n'ala Igbo. Aha ọzọ e jiri mara nkata bụ èkètè. A na-akpazị nkata n'ụzọ dị nnukwu maka na a na-ebujezi ya ugwu Awụsa ebe a na-azụ ya n'ukwu maka iji were na-ebudatara anyị azụ, tomato, oroma na ihe ndị ozọ ga. Ndị na-akpa nkata na ngiga bụkwa ndị na-eriju afọ. |

| | | |
|---|---|---|
| 7 | Dibịa | Dibịa bụ mmadụ n’ala Igbo. Onye dibịa n’ala Igbo bụ onye nwere nnukwu ọrụaka maka na ndị mmadụ na-esi na mba were chọrọ onye ahụ na-abịa. Ọrụ dibịa n’ala Igbo bụ ịgba afa, inye ọgwụ, ịgwọ ndị ọrịa na kwa ịhụ ọhụ. Dibịa n’oge gboo sokwa na ndị nwere àgbà |
| 8 | Ịdụ akanya | N’oge gboo, ụlọ a na-enwe mgbe ahụ na-abụ ụlọ akanya. Akanya bụ akwụkwọ osisi ngwọ ka e ji adụkọ ya ọnụ. Ọ bụ akanya ka ndị Igbo ji ekpuchi elu ụlọ ha tupu gbamgbam apụta. N’ihi nke a, ndị Igbo ọkachasị ụmụnwoke ji ịdụ akanya were na-enweta ego. |
| 9 | Ịkpụ ụzụ | Ịkpụ ụzụ bụkwa ọrụaka kajara akaja e jiri mara ndị Igbo. Otu n’ime obodo ndị e ji ịkpụ ụzụ wee mara n’ala Igbo bụ Ọka. E nwekwara obodo ndị ọzọ kwa. Ịkpụ ụzụ bụ iji igwe arụ orụ maọbụ nweta ihe ndị ga-enyere aka n’ọrụ. Onye na-akpụ ụzụ ka a maara dị ka ọkpụụzụ. Ihe ndị ọkpụụzụ na-arụpụta bụ: ogene, anyụike, ọnyaigwe, oji, ube, mmaoge, opio, ọgụ, obejiri, mbazụ, mmaakpa, dgz. Ndị na-akpụ ụzụ n’ala Igbo n’oge gboo bụ ndị na-enwe ego mgbe ahụ. Ha na-enwekwa ọtụtụ ụmụọrụ n’oge ahụ. |
| 10 | Ịtụ osisi | Ịtụ osisi bụ ọrụ nka. Ndị Igbo bụkwa ndị e |

| | | |
|---|---|---|
| | | ji ịtụ osisi wee mara. Ịtụ osisi sokwa n’ọrụaka n’ala Igbo. Ịtụ osisi bụ iji osisi were wepụta echiche mmadụ na ọdịdị ụwa. Ụfọdụ n’ime ihe ndị e si n’ịtụ osisi were na-enweta bụ: ikenga, ọja, okpesi, ikoro, ihummọnwụ, ikwe, odo, oche, ịgba, ọkwaọjị, ọkpọga, ọkpọkọrọ, ịgbaogidi, ọkwa, akpati, mgbo, àkwà. |
| 11 | Ịsụ akwụ | Ịsụ akwụ bụkwa akaọrụ ọzọ e ji wee mara ndị Igbo. Ọ bụ osisi nkwụ na-ewepụta mkpụrụakwụ ka e si enweta mmanụnri. Ọ bụkwa site n’ịsụ akwụ ka e si apịpụta mmanụnri. N’ihi nke a, ọtụtụ ndị Igbo bụ ịsụ akwụ ka ha ji were mere akaọrụ. Ruo ugbua, ịsụ akwụ ka bụkwa nnukwu akaọrụ n’ala Igbo. Mmanụnri ndị Igbo si n’osisi akwụ jupụtara n’ala Igbo niile were na-enweta bụkwa ihe ha ji eri nri. Ha na-erekwa ya ere n’ahịa were na-ereta ego ma bụrụkwa nke ha na-ebuje n’obodo ndị ọzọ dịcha n’ugwu Awụsa na kwa obodo Yoruba. |
| 12 | Igbu nkwụ | I si n’elu osisi nkwụ were gbutuo isiakwụ n’ala adịghị mfe chaachaa. O nwere ndị Igbo ọ bụ ọrụ ha. Ndị Igbo ndị ahụ ji igbutu akwụ were mere akaọrụ, na-eji ete were na-arị elu osisi nkwụ. Matakwa na osisi nkwụ bụ nke na-eto ogologo nke |

| | | |
|---|---|---|
| | | ukwu. N'ihi ya, ọ bụghị ihe onye amaghị maka ya ga-emenwu. Ọ bụ ọrụ dịịrị ndị o doro anya na kwa ndị ji ya mere akaọrụ. Ndị ọrụaka ha bụ igbutu akwụ na-anata ego tupu ha egbutuo akwụ maọbụ mgbe ha gbutuchaara onye kpọrọ ha ọrụ, akwụ ya. |
| 13 | Ide uri | Uri bụ ihe ndị Igbo ji achọ onwe ha, ụlọ ha, obi ha, ụlọezumezu ha, mma. O nwere ndị ide uri bụ ọrụ ha. N'ezie, ọ bụghị taa ka ịchọ mma na kwa iji ịchọ ndị mmadụ mma were mere ọrụaka malitere. O teela kemgbe ọ dị. Ịchọ mma n'ala Igbo bụ nwa tolite o tokwuru. Ọ bụ nnukwu ọrụaka n'ala Igbo bụ ide uri. Ndị na-ede uri na-anata ego ma ha dechaa uri. Ide uri bụ ụzọ pụrụ iche ndị Igbo ji achọ onwe ha mma ma werekwa ya na-achọ ụlọ ha na gburugburu ha, mma. |
| 14 | Ịwa eze | Ịwa eze bụkwa ọrụaka ọzọ e nwere n'ala Igbo. Ọ bụkwa ụzọ ọzọ ndị Igbo ji achọ onwe ha mma. Ụdịrị mma nke a bụ n'eze ka a na-achọ ya. Ọ bụkwa ọrụaka ndị Igbo. |
| 15 | Ibu mbubu | Ibu mbubu bụ ụzọ ndị Igbo ji eji ihe nrịbaama karịrị uri ma na ọ na-adị ka uri, were na-achọ onwe ha mma. Ndị na-ebu mbubu n'ala Igbo na-eji agụba, na kwa igwe na-adị ka ntụtụ, na kwa uhie anaghị |

| | | |
|---|---|---|
| | | ehichapụ ehichapụ na-adị ka uri, were na-ebu mbubu. N'oge gboo, ndị na-achọkanarị ka e buo ha mbubu bụ ụmụnwaanyị. Ha na-eji ya achọ onwe ha mma. Ebe ha na-emekanarị ihe gbasara ibu mbubu ahụ bụ n'ogologo afọ ha, aka ha, apata ọkpa ha, ọbọrọbọ azụ ha, elu afọ ha na kwa mpaghara ahụ ha masịrị ha. Ha na-eme ya iji were tolie nwoke akpịrị. Mana ugbua, ibu mbubu amalitekwala ọzọ. mMa ụmụnwoke ma ụmụnwaanyị na-emezi ya. Ihe ndị ugbua ji were mara ibu mbubu bụ tatuu (taatoo). Nke a bụ aha a na-akpọ ya ugbua (tatuu). |
| 16 | Ịkpụ isi | Ịkpụ isi bụ nnukwu ọrụaka n'ala Igbo n'oge gboo. Ihe ndị Igbo n'oge gboo ji akpụ isi bụ agụba. Agụba bụ ihe ndị Igbo ji igwe were rụpụta ma mụọ ya nke ọma ọ na-atụ zege zege na nkọ. Ọ bụ ya ka ndị na-akpụ isi n'oge ahụ ji akpụ isi. E jikwuazị agụba were na-atụ use. |
| 17 | Igbu ichi | Igbu ichi so n'ọrụaka karịchara ibe ya n'ala Igbo. Ọ bụghị ọrụ onye ọbụla na-arụ. Ọ bụ ọrụ nwoke siri ike na nwoke, ma kakwaa ezigbo ọkịka. Igbu ichi bụ iji mmaagụba were kawachaa nwoke tozuru etozu, ihu. O nwekwara obodo ndị e ji |

| | | |
|---|---|---|
| | | ọrụaka igbu ichi wee mara n’ala Igbo. E ji igbu ichi were na-amata nwoke bụ odogwu, dike na kwa nwoke chizuru echizu n’ala Igbo. |
| 18 | Iji ime | Iji ime bụkwa nnukwu akaọrụ n’ala Igbo, malite mgbe ụwa malitere nakwa mgbe Igbo malitere, ụmụnwaanyị na-atụ ime, na-amụ nwa. O nwekwara ndị ọ bụ ọrụ ha ileta ụmụnwaanyị dị ime anya n’ala Igbo malite mgbe ha dị ime wee ruo mgbe ha ga-amụ nwa. Ọ bụkwa ụmụnwaanyị ndị ahụ na-eleta ha anya n’afọ ime ha ga-amụkwa ha nwa. Ndị ahụ na-amụ ndị Igbo nwa ka a maara dị ka ndị na-eji ime. |
| 19 | Ibi ugwu | Ibi ugwu bụkwa ọrụaka ọzọ e nwere n’ala Igbo. N’oge gboo, o nwere ndị ọ bụ ọrụ ha. Ibi ugwu abụghị ọrụ onye ọbụla na-arụ. Onye ọbụla na-ebi úgwù bụkwa onye a maara dịka onye obi siri ike. Ọ bụghị ọrụ onye obi mmiri na-arụ. Ibi ugwu bụ ọrụ nka a na-arụ n’ebe nwatakịrị nwoke a mụrụ ọhụrụ nọ. Ọ bụkwa n’ihe o jiri bụrụ nwoke ka a na-arụ ya bụ ọrụ. Ọ na-emekwa ka nwatakịrị nwoke bụrụ sọ mma ma e mechaa ya. Mana ọ na-afụ ụfụ nke ukwuu mgbe a na-eme ya. Oge e jikwanụ ebi nwatakịrị úgwù bụ oge o mere mkpụrụ ụbọchị asatọ a mụchara ya. N’oge gboo, |

| | | |
|---|---|---|
| | | onye na-ebi ugwu bichaa ugwu, ọ na-eji okeọkpa na ego dị ka ihe ndị a kwụrụ ya, were laa na be ya. |
| 20 | Ịtụ use | Ịtụ use bụ usoro ndị Igbo ji eji agụba were na-ewepụ ọbara ọjọọ n'ahụ ha. Ebe a na-atụ use n'ahụ mmadụ bụ ebe zara aza ma hapụkwa ịgbapụta ọbara maọbụ abụ. Ndị Igbo na-akpọ onye na-atụ use, ọ bịa, o were agụba ya tụọ onye ahụ ihe toro n'ahụ maọbụ ebe ahụ, ahụ onye ahụ zara aza na-achọghị ịgbaze agbaze. Onye na-atụ use bụ ya maara ebe ọ ga-atụ use n'ahụ mmadụ. Ọ bụrụ na ọ tụchaa use lawa, a na-enyekwa ya ego. Ịtụ use abụghi onye ọbụla maara maka ya. O nwere ndị ọ bụ ọrụ ha n'ala Igbo. |

E nwekwara ọtụtụ ọrụaka ndị ọzọ dịgasị iche iche e nwere n'ala Igbo n'oge ochie. Mana, ugbua ọtụtụ ọrụaka dị iche iche apụtala ma sonyekwara ndị nke dịbụ adị n'etiti anyị. Werezịa aka gị chepụta ọrụaka ndị ọzọ e nwegachara n'ala Igbo ma kọwaa ha.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ISE

1. Ndị Igbo, ha nwere asụsụ?
2. Depụta uru atọ asụsụ bara.

3. Igbo ọ bụ mba ka ha bụ agbụrụ?

4. E nwere ekike e jiri mara ndị Igbo?

5. Dee ma kọwaa ụdịrị ekike e jiri mara ndị Igbo na kwa ka ha siri dị.

6. Depụta ụzọ nri iri ndị Igbo nwere ma kọwaa ha nke ọma.

7. Kọwapụta omume ọma na kwa nke ọjọọ dị n’etiti anyị

8. O kwesịrị ka mmadụ na-eme ezigbo omume?

9. Depụta uru na ọghọm dị n’ime ezigbo omume na kwa ime ajọ omume.

10. Ndị Igbo ha nwere omenaala?

11. Depụta ụzọ omenaala ise ị maara ndị Igbo nwere.

12. Gịnị bụ ọrụaka?

13. Depụta ọrụaka irinaise e jiri mara ndị Igbo ma kọwaa ha nke ọma.

14. O nwere ihe dị iche n’ọrụaka ndị gboo na nke ndị ugbua?

15. Ndị Igbo ha bụ ndị umengwu? Were ihe ịmaatụ were kọwaa onwe gị nke ọma.

## NKUZI ỤTỌASỤSU NKE IRIABỤỌ NA ISII
## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
## AHỤIKE NTOROBỊA

Tupu a kọwaa ma dee maka ahụike ntorobịa, o kwesịrị ka e mee ka a ghọta ihe bụ **ntorobịa.** Ntorobịa bụ ndị mmadụ ma

ụmụnwoke ma ụmụnwaanyị tolitere ma topụta ọhụrụ n'obodo ma bụrụkwa ndị nke ndụ na ume ọhụrụ jupụtara n'ahụ. N'ala Igbo, aha e ji wee mara nwoke walitere ọhụrụ ma jupụta n'ume na ndụ bụ okorobịa. Aha e jikwanụ wee mara nwaanyị ọkụ ya malitere nwube ọhụrụ na ndụ bụ agbọghọbịa. N'ihi nke a, ma okorobịa ma agbọghọbịa, ọ bụ ha niile jikọrọ aka ọnụ wee bụrụ ntorobịa. Ụmụokorobịa na ụmụagbọghọbịa ka a maara dị ka ndịntorobịa.

Ndịntorobịa bụ ndị isi ha na-acha ọkụ. Ha bụ ndị ọbara ha na-anụ ọkụ. Ha bụ ndị jupụtara n'ume ọhụrụ na ndụ ọhụrụ. Ndịntorobịa bụkwa ndị e ji ịgbasi ike na ịkwụdosi ike na ndụ wee. Ntorobịa bụkwuazị oge kacha were na-atọ mmadụ ụtọ na ndụ ya. Ọ bụ oge mmadụ ejighị ama na a na-anwụ anwụ. N'ezie, n'oge ntorobịa, ụmụokorobịa na ụmụagbọghọbịa na-ahụta ụwa dị ka ebe obibi. Ha anaghị eji oge ahụ ahụta maọbụ mata ihe omimi, ihe ọghọm na kwa ihe ịtụnanya jupụtara n'ụwa. N'oge ntorobịa, naanị ụtọ ka ụwa na-atọ ndị ntorobịa. Ahụ ha niile na-ekusi ume ike ma na-anụkwa ndụ mgbe niile. Ha anaghị echeta na a na-anwụ anwụ. Ha na-enwe ike pụrụ iche ma dịkwa ụtọ na ndụ. N'ezie, ndịntorobịa na-emesi ihe ike n'ogo ntorobịa ma werekwa ya na-eme ka ihe siri ike dị nro.

N'ezie, ndị Igbo kwuru okwu were na-asị na ihe na-eku ume na-anwụkwa anwụ. Mana, mgbe mmadụ nọ n'ogo ntorobịa, ọ naghị aghọta okwu a. Kama nsogbu ọbụla adịghị ya n'ihi na mgbe ọbụla ọmụnkwụ ghọọrọ igbegiri ka ọ ga-eji ghọta na ahụ mmadụ jupụtara n'ogwu ma na-adụkwa onye ọbụla na-amaghị were bie ya aka, ogwu.

Ndị Igbo tụkwara ilu were na-asị na ọ na-abụ onye mara gbuo, onye ahụ amara zee. Onye bie ndụ ya nke ọma n'oge ntorobịa, onye ahụ ga-agbanahụ ihe ọdachi dị iche iche na-adakwasa ndịntorobịa. N'oge ntorobịa, ọtụtụ ihe ọghọm dị iche iche na-adakwasa ndịntorobịa. Ọtụtụ ihe ọghọm na ọdachi ndị ahụ na-adakwasa ha bụkwa ihe ha ji aka ha kpatara onwe ha. N'ihi ụtọ ndụ na-atọ ha, ha na-eji maka ya daba na nsogbu ahụike nke ha ga-anụ ụda ya ma a gbachaa egwu.

Ndịntorobịa na-eji maka ike jupụtara ha n'ime na kwa ndụ jupụtara ha n'ahụ niile were na-etinye aka na ndụ ọjọọ dị iche iche dị ka ***ịṅụ anwụrụike, ite ime, ịṅụbiga mmanya oke, izu ohi, igbu ọchụ, ịlụ ọgụ, ije abalị, edina ụgwa, ịkwa iko, ịṅụ iyi asị, imegide Chukwu, igwu chamdum, ịnara mmadụ ihe ya n'ike, ịṅụ ọgwụ agharaaghara, imepụ mmadụ ọbara, ibi ndụ anụọhịa, idina nwaanyị n'ike, ịgwọ ọgwụ, ịkọ ọgwụ, ikwutọ mmadụ, ịgwọ ọgwụ ego*** dgz.

Ihe ọghọm dị iche iche na-esi na ndụ ọjọọ ndị a were dakwasa ndịntorobịa ma ọ bụrụ na ha adanye n'ime ha, maọbụ danye na nke ọbụla n'ime ha. Mana ọdachi kacha adakwasa ndịntorobịa bụ ọdachi e si na mmekọrịta nwoke na nwaanyị were na-enweta. Ọ na-abụ nnukwu ọrịa dịịrị onye nwetara ya. Ihe kpatara ọrịa mmekọrịta nwoke na nwaanyị jiri ahịọpụ ndịntorobịa ọnụ bụ maka na ndịntorobịa anaghị akpachapụrụ onwe ha anya n'ihe gbasara mmekọrịta nwoke na nwaanyị. Ụdịrị ọrịa ha na-esi n'ọnọdụ dị otu a enweta na-emetụta ha nke ukwu. Ọ bụ site na mmekọrịta nwoke na nwaanyị ka e si

enweta ọrịa nsinwaanyị. Mana ọrịa kacha njọ n'ọrịa nsinwaanyị niile a na-enweta bụ ọrịa ***mmịnwụ*** nke ndị bekee kpọrọ ***HIV/AIDS***. Ihe ọrịa a jiri karachaa ibe ya njọ bụ maka na o nwebeghị ọgwụ e ji agwọ onye butere ya. Onye ọbụla butere ya bụ ọrịa amarala na ya bụ ọrịa ga-eso ya were baa n'ime ili. Ọrịa mmịnwụ anaghị ele anya n'azụ ma o gbuwe onye ọ na-arịa. Mana ihe kacha ewute n'ọrịa mmịnwụ bụ na ọ na-ebugodu ụzọ metọọ onye ọ na-arịa tupu o gbudaruo onye ahụ, ala. Ụmụnne m na ụmụnna m, n'ezie, mmịnwụ bụ ọrịa ọjọọ. Onye ọbụla, ma ntorobịa, ma nwata, ma agadi kwesịrị ka o zeere ọrịa mmịnwụ.

Ihe ọzọkwa na-akpakwa ahụike ndịntorobịa aka ọjọọ bụ ịńụ ***ọgwụ agharaaghara.*** Oke ịńụ ọgwụ nke ndịntorobịa na-ańụ na-emebi ọtụtụ ihe n'ime ahụ ha na kwa na ndụ ha. Ọtụtụ n'ime ọgwụ ndị ntorobịa na-ańụ bụ nke na-emebiri ha ihe mgbe ha tolitere nke ọma were chịba ọkpa n'ụlọ. Ọ bụzị oge dị otu ahụ ka ha ji amata ihe ha mere onwe ha maka na ọ bụ mkpurụ onye kụrụ ka ọ ga-aghọrọ. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara ndị Igbo ji ekwu okwu were na-asị na akwụna na-ebe akwa nwa n'ụla nka.

O kwesịkwara ma bụrụkwa ihe ziri ezi ka m were ohere a were mee ka ndịntorobịa ghọta na ọnọdụ ndụ ha bụkwa nke jupụtara na ndụ ọnwụnwa na ndụ enwebeghị mkpọrọgwụ na kwa ndụ ko n'elu. N'ihi nke a, o kwesịrị ka ndịntorobịa mata na ọ bụ anụ gwufee mmiri, o fechawa ọdụ ya maka na ọ bụ onye kpegbuo arụsị, o were ọkụ ya rie nri. Ndịntorobịa, ma ndị okorobịa ma agbọghọbịa, onye ọbụla kpachapụkwa anya na ndụ ọ na-ebi maka na onye arachaghị ọnụ ya, ugụrụ anara ya ọnụ ya rachaa.

Onye ekwekwala ka ụwa chịa ya ọchị. Maka na onye ụwa chịrị ochị bụ onye ụwa meriri.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ISII

1. Gịnị bụ ntorobịa?
2. Kedụ ndị a maara dị ka ndịntorobịa?
3. Depụta ụdịrị ndụ ọjọọ dị iche iche ndịntorobịa na-etinye aka n'ime ha.
4. Dee ma kọwaa ọrịa na kwa ọghọm dị iche iche ndịntorobịa na-esi na ndụ ọjọọ were na-enweta.
5. Gịnị bụ ọchịchị ọdịnaala?
6. Kọwaa otu ndịntorobịa ga-esi were na-enwe ahụike zuru oke?
7. Ịńụ ọgwụ agharaaghara o so were na-emetụta ahụike ndịntorobịa?
8. Dee ma kọwaa ihe bụ ọrịa mmịnwụ.
9. O kwesịrị ka ndịntorobịa na-edowe onwe ha ọcha?
10. Depụta ihe dị iche iche ndịntorobịa kwesịrị ka ha na-eme iji na-enweta ahụike zuru oke.

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ASAA ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ IKPOCHAPỤ ỤBỊAM NA AGỤỤ

N’ezie, ụbịam na agụụ abụghị ndị ọbịa n’ụwa. Kemgbe anyị pụtara ụwa ka a malitere nụwa maka ụbịam na agụụ. Ụbịam dị n’ụwa, agụụ dịkwuazị n’ụwa. Mana o kwesịkwara ka anyị mata na ụbịam na agụụ bụ ụmụnne. Kama ọ bụkwa agụụ tinyere mmadụ n’ọnọdụ ụbịam. Maka na ọ bụ onye agụụ na-abụ onye ụbịam. Ebe ọbụla agụụ na ụbịam dị, ndụ dị ebe ahụ na-ada ọnwụ ọnwụ n’ihi na agụụ na ụbịam adịghị mma ịbata na be mmadụ.

Gịnị bụ ụbịam na agụụ? N’ezie, ụbịam bụ ọnọdụ ahụghị tụtụrụ rachaa. Ọ bụ ọnọdụ ọjọọ nke ọ bụ agụụ ịtọpụ mmadụ ọgọdọ n’ukwu na-eweta. N’ihi nke a, onye ụbịam bụ onye agụụ nke ya na-ehi ụda. Mana tupu m dere maka ụbịam gawa n’ihu, ọ ga-amasị m ka m kwugodu ihe bụ agụụ maka na ọ bụ otu ụgbọ bu ha abụọ were na-akpaghari. Agụụ bụ ọnọdụ na-adakwasa mmadụ mgbe onye ahụ na-ahụghịzi nri ọnụ. Mgbe nri mmadụ na-eri kọnahụrụ ya, agụụ ewere ọnọdụ ozigbo. Ọ bụ ya kpatara o jiri dị mma ka onye ọbụla nọ ndụ na-agbasi mbọ ike iji were na-akpata ihe ọ na-eri. Onye ọbụla na-akpatanwughị ihe ọ na-eri bụ onye agụụ. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara ndị Igbo ji atụ ilu were na-asị na ngana kpuchie ute, agụụ ekpughee ya. Maka na ọ bụ aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ. Site na nkọwa a banyere agụụ, o kwesịkwara ka ị mata na ọ bụ oke agụụ na-ebute ụbịam maka na ụbịam bụ mmadụ ịkpa akị n’ọwa odu.
Agụụ na ụbịam na-ewetara mmadụ ihe ọjọọ na ihe ọghọm dị iche iche. Onye agụụ bụ onye obi ọjọọ. O nweghị onye agụụ na-enwe obi ọcha. Agụụ na-eme ka ntụ na arụrụala na-arị elu. Onye agụụ na-agụ anaghị enwe uche kụụrụ ọnụ. Ụbiam n’aka nke ọzọ na-eme mmadụ ọ na-aga oyi oyi, onye ahụ abụrụ onye

anaghị azọsi ọkpa ike n’ala ma ọ na-aga ije. Onye ụbịam anaghị enwe ọnụ okwu n’etiti ndị rijuru afọ. Mgbe niile onye ụbịam na-ahụta onwe ya dị ka onye a na-emegbu emegbu na kwa onye ụwa jụrụ. Ọ na-ewere okwu ọbụla a gwara ya dị ka ịkọ ọnụ. O nweghị mgbe ọ́nụ na-adị n’ime onye ụbịam. Ọ na-ahụta onye ọbụla nọ ya n’akụkụ dị ka onye mmegbu. N’ezie, agụụ na-eme ọtụtụ mmadụ ha ana-etinye aka na ndụ ruru inyi, ndụ ọjọọ, agwa ọjọọ na agwa rere ure. Ọtụtụ mgbe ka onye agụụ na-eche na ihe ọbụla mere ya abụghị na nkịtị, na o nwere ihe kpatara ihe ahụ jiri mee. Ụdịrị echiche dị otu a na-eme onye agụụ ka o nwebe echiche gbagọrọ agbagọ ma malitekwa gawa ije gbagọrọ agbagọ. Iji were kwuo eziokwu, agụụ na ụbịam adịghị mma ịbata na be mmadụ. Onye ọbụla agụụ batara na be ya, ya biko gbaa mbọ chụpụ ya. Onye ụbịam piobatakwaranụ na be ya, ya ebunyekwala ya oche, maka na onye ọbụla ụbịam tukwu na be ya nwere ajọ ọbịa.

Mana kedụ ka a ga-esi kpochapụ ụbịam na-agụụ n’etiti anyị? N’ezie, agụụ nwere ọgwụ e ji agwọ ya, ụbịam nwere okpiri e ji etigbu ya. Ihe e ji emeri agụụ na ụbịam ma kpochapụ ha kpamkpam bụ site n’ịgba mbọ na kwa ịrụsi ọrụ ike. Agụụ na-ahụta onye ọbụla anaghị arụsi ọrụ ike dị ka nwanne ya. Ụbịam na-ahụtakwanụ onye ike ọrụ anaghị adị dị ka ejima ya. Mana, agụụ na ụbịam na-agba ọsọ ọkpa eru ala na be onye ọbụla na-arụsi ọrụ ike ma na-akpatakwa ihe ọ na-eri. Agụụ na ụbịam anaghị etinye isi na be onye karịrị ha.

N’ezie, ụwa a siri ezigbo ike. Ọ bụkwa onye sikwara ike na-eji ọ́nụ were na-anọ n’ụwa. Onye esighị ike ụwa eloo ya. Onye

ọbụla pụtara ụwa, tolite ma bụrụ mmadụ n'obodo, kwesịrị ka ọ bụrụ onye aka siri ike n'ezigbo ọrụ ọbụla ọ na-arụ. Onye enweghị ihe ọ na-arụ kwesịkwara ka ọ chọta ihe ọ na-arụ. N'ihi na onye ọbụla nọ ndụ kwesịkwara ka ọ chọta ihe ọ na-arụ. Maka na onye ọbụla nọ ndụ nwere onyinye Chukwu nyere ya nke ọ ga-esi na ya were na-enweta ihe ọ na-eri. Onye gụchara akwụkwọ kwesịkwara ka o nweta ọrụ ọ ga na-arụ iji were na-enyeju onwe ya afọ. Onye mụrụ ahịa kwesịkwaranụ ka ọ zụwa ahịa ọ mụrụ ma sikwa na ya na-azụta ihe ọ na-eri n'ihi na ndị Igbo sị na ọ bụ mma onye nwere ka o ji ana aka.

N'aka nke ọzọ, ndị gọmentị na ndị na-achị achị kwesịkwara ka ha na-edoziri ndị ha na-achị ọnọdụ nke ọma iji were na-ebelata oke ahụhụ na-adakwasị ndị mmadụ mgbe ha na-achọ ihe ha na-eri. Dị ka o siri dị ugbua, ọtụtụ gụchara akwụkwọ ma gụruo n'isi anaghị ahụ ọrụ bekee ha ga-arụ. O nweghị ụzọ gọmentị si were na-agba mbọ ịhụ na ọnọdụ ọjọọ a bụ nke e memilara. Ọnọdụ dị otu a na-eweta oke agụụ na ụbịam n'etiti ndị mmadụ. Ọtụtụ ndị mụchara ọrụ ma mụkwaa ahịa bụkwa ndị ọ na-ahịa ahụ tupu ha amalite rụwa ihe ha mụrụ maọbụ zụwa ahịa ha mụrụ maka ya n'ihi ụkọ ego na ọnọdụ ihe isiike na-akpụ ala anyị isi ugbua.

Gọmentị kwesịkwa idozi ọnọdụ nke ọma ka ndị mmadụ were nwee ike wube ụlọakụ, ụlọngwaahịa, ụlọọrụ dị iche iche ebe ndị mmadụ chọrọ ọrụ ga na-achọta ọrụ ma na-arụtakwa ihe ha na-eri. Mana matakwa na onye enweghị onye ga-enye ya, na-agba mbọ nye onwe ya maka na onye a jụrụ ajụ ekwesịghị ịjụ

onwe ya. N’ihi na ọ bụ aha onye nyere nkịta be ya ka ọ ga-aza ya. Maka na ọ bụ ebe onye gbaruru mbọ ka ude ya ga-ederu.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSU NKE IRIABỤỌ NA ASAA

1. Gịnị bụ ụbịam?
2. Ụbịam na agụụ, ha bụ otu ?
3. Dee ma kọwaa ụdịrị ihe ọjọọ na ọghọm ụbịam na agụụ na-ewetara mmadụ.
4. Kọwaa otu gọmentị ga-esi nyere aka n’ikpochapụ ụbịam na agụụ n’etiti anyị.

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ASATỌ ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ OTU NZUZO

Ọ ga-adị mma ka anyị mara ihe bụ òtù na kwa nzuzo na ndụ anyị tupu anyị abanyewazịa n'ịkọwa ihe bụ out nzuzo. Gịnị bụ òtù n'asụsụ Igbo? Òtù bụ nnọkọ ọnụ mmadụ abụo maọbụ karịa na-anọkọ kwa mgbe kwa mgbe n'usoro iji were mezuo ebumnuche ha, nghọta ha na kwa ọchịchọ ha banyere ndụ ha hụrụ onwe ha na ya. Otu na-abụkwa nnọkọ ọnụ ndị ghọtara onwe ha na kwa ndị nwere mmasị n'ime onwe ha banyere ndụ ha nọ na na ya na kwa usoro e ji ebi ndụ n'ụwa ha nọ na ya. Gịnị kwanụ bụ nzuzo? Nzuzo bụ ihe ọbụla maọbụ omume ọbụla a na-eme nke a chọghị ka anya hụ maọbụ ka ntị nụ ya, ka a ghara ịmata ihe ihe ahụ bụ maọbụ mata ihe a na-eme.

Sitezịa na nkọwa ahụ e nyere n'elu banyere otu na nzuzo, o kwesịrị ka a kọwaa na otu nzuzo bụ nnọkọ mmadụ naabọ maọbụ karịa na-anọkọ oge niile na kwa oge ha chọrọ maọbụ n'oge masịrị ha nke ha achọghị onye ọzọ nụ maka ya, mara maka ya, maọbụ lebara ha anya na ya. E nwekwuazịrị ike ị sị na otu nzuzo bụ nzukọ ndị kwetara n'onwe ha na kwa n'omume ha. Ihe niile banyere otu nzuzo bụ nke a naghị achọ ka onye na-anọghị na ya mara maka ihe a na-eme na ya. Ihe niile gbasara otu nzuzo na-abụkanarị n'abalị, n'ọchịchịrị, n'ime ụlọ, n'ìtìrì maọbụ n'ebe ọbụla anya mmadụ agaghị ahụ ha.

Matakwa na ihe ọbụla a na-eme na nzuzo riri mperi n'ezigbo ndụ. Ọ naghị abụ ihe a kwụwara aka ọtọ were na-eme. Ọ bụ ihe ndị na-eme ya achọghị ka ndị mmadụ na-esoghị ha mara maka ya maọbụ nụ maka ya, maka na ha maara na ihe ha na-eme adabaghị n'usoro ndụ nke ụwa. Otu nzụzo, ụdị na ụdị ọbụla na-ejupụta na ndụ arụrụala, ndụ ihe ọjọọ, echiche mmegide na kwa

ịgba mmadụ akụ. Echiche otu nzuzo mgbe ọbụla anaghị akwụ ọtọ. Uche ya oge niile bụ imebi ihe na kwa ime ihe n'ike. Otu nzuzo ekwenyeghị na-ime ihe n'usoro maọbụ ịgbaso ndụ n'usoro kacha mma, maọbụ ime ihe banyere ndụ n'ọchịchọ nke Chukwu na kwa nke mmadụ.

Ndị Igbo tụrụ ilu na-asị na uchichi na-eme atụrụ ọ dị ka o puru mpi. Ndị Igbo weere otu nzuzo ọbụla dị ka otu ekwensu ma werekwa ndị niile nọ na ya na kwa ndị na-abanye n'ime ya dị ka ụmụ ekwensu. Ndị Igbo na kwa ndị mmadụ kwenyesịrị ike na onye na-abụ onyeisi otu nzuzo ọbụla na-abụ ekwensu n'ihi na omume ndị otu nzuzo na-abụ omume aka ekpe. Maka na ndụ ha anaghị adaba n'ụdịrị ndụ na-eme ka ụwa na-atọ ụtọ maọbụ na-ewetara ụwa ọńụ.

Otu nzuzo bụ otu  na-ewetara ndị nọ n'ime ya ndụ ịgba gharịị, ndụ anyammiri, ndụ ịkwa akwa arịrị, ndụ amakwaara, ndụ ahụhụ na kwa ndụ ime ihe ala sọrọ nsọ. O nweghị onye ọbụla banyere n'otu nzuzo ahụ na-ezu oke. Onye ahụ anaghịkwa ańụ mmiri ma tọgbọ iko. Kwa mgbe, ọ bụrụ na o nweghị ihe ọ na-achụ, ọ ga-enwerịrị ihe na-achụgharị ya. Otu nzuzo anaghị enye mmadụ ohere iche ezigbo echiche na kwa echiche kwụ ọtọ banyere ndụ ya. Ihe ụfụ bụkwa ihe na-ejupụta n'otu nzuzo n'ihi na ọ bụrụ na ihu dị ụsụ mma, ọ kaara iji ehihie na-efe, ndị Igbo kwenyesịrị ike na ihe ọbụla a na-eme n'abalị maọbụ na nzuzo, bụ ihe na-akwụghị ọtọ.

Otu nzuzo bụ ọnọdụ ndụ na kwa nzukọ, jupụtara n'ọghọm na ihe ọjọọ. Onye ọbụla bụ onye nọ n'otu nzuzo anaghị ebi ndụ

kwụ ọtọ. Ndụ ya niile na-adị iche na ndụ ndị mmadụ ibe ya. Omume ya na-abụkwa nke na-agbagọ agbagọ. Ọ naghị eso ibe ya eme ihe ha na-eme. Mgbe niile ọ na-eche maka ụzọ dị njọ ọ ga-esi mee omume nke ya ka obi were dị ya mma.

Ọzọ dị ka ibe ya bụ na otu nzuzo na-ekpochi ngwuru. Ndị Igbo kpọrọ ihe ọjọọ asị. Ha na-agọkwa onye ihe ọjọọ ọfọ ọnwụ kwa ụtụtụ kwa ehihie, kwa abalị. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara onye ihe ọjọọ ji eji isi ya were na-eburu ihe o metara. Maka na ọ bụ nkwenye ndị Igbo na ọ bụ ihe onye metara ka ọ ga-eji isi ya wee buru n'ihi na ọ bụ onye zakọọ, o kpoo.

N'ezie, onye ọbụla nọ n'otu nzuzo anaghị enwe ezigbo aha. Ndị Igbo kwenyesịrị ike na ezigbo aha ka ego, mma. N'ihi ya, o nweghị onye Igbo ọbụla na-achọ ka a na-akpọ ya ajọ aha. Maka na ọ bụkwa ndị Igbo na-ekwu okwu na-asị na mmebi aha nwọgaranya ka ogbugbu ya mma. N'ihi nke a, o nweghị onye Igbo chọrọ ka e were aha ya were na-atụnyere ihe ọjọọ. N'ala Igbo, otu nzuzo nwere aha ọjọọ. Onye ọbụla nọkwanụ n'otu nzuzo bụkwa onye ga-enwe aha ọjọọ. Ndị mmadụ na-akpụ ụdịrị onye ahụ n'ọnụ kwa mgbe ọbụla ma werekwa ya na-eme ihe ọchị. Onye ọbụla nọ n'otu nzuzo anaghị adata ihe ọbụla n'ezigbo agwa maọbụ ezigbo omume n'ala Igbo. N'ihi nke a, otu nzuzo ekwesịghị ka mmadụ banye ya.

Òtù nzuzo na-ewetakwa ala adịghị mma n'obodo. N'ihi na otu nzuzo bụ ndị anaghị emezi ndụ ha emezi, ndụ ha niile na àgwà ha niile na-agbasa ezigbo ndụ obodo na-ebi ma na-ewetakwa ọgbatauhie na ndụ ziri ezi ndị obodo na-ebi. Obodo ọbụla

maọbụ ebe ọbụla otu nzuzo dị, ha na-anọ na gbata gbata mgbe ọbụla. Mgbe niile, ha na obi mmapụ na-eme. Ha anaghị áńụ mmiri tọgbọ iko. Ha si na nke a pụta taa, echi ha abanye n'ụdịrị ọzọ. Otu nzuzo bụ okwu na ụka, otu oke ọchịchọ, otu mkpagbu na mmegide na kwa ịcha anya mmee mmee. Okirikiri ọbụla otu nzuzo nọ, ahụ anaghị afọdụrụ ndị nọ na mpaghara ahụ. Otu nzuzo bụ ogwu na-adụ onye ọbụla nọ ya nso.

O kwesịkwara ka anyị mata na otu nzuzo bụ otu na-emebi echi. Ọ naghị edozi echi. Ọtụtụ ihe ndị otu nzuzo na-eme bụ ihe ndị bụ nwa tolite o tokwuru. Ụdịrị ọnọdụ a na-eme ka ụmụaka ndị a mụtarala na kwa ndị a ka ga-amụta bụrụ ndị ndụ ha ga-ejupụta n'ọchịchịrị. Otu nzuzo na-etinye nwa pụtara ụwa ọhụrụ n'oke ahụhụ n'ihi na ọ bụrụ na nwantakịrị tolite, ihe niile ndị mụtara ya nọ n'otu nzuzo mekọbara ga-eche ya n'ihu. Ihe nwata dị otu a ga-emegodu bụ ikpochapụ na ịzachapụ ite ihe ọjọọ na nkata arụrụala ndị mụtara ya dọwaara ya site na ndụ otu nzuzo ha nọbụ na ya. Ọtụtụ mgbe, ihe ọjọọ ndị nọ n'otu nzuzo mekọbara anaghị ekwe ka ụmụ ha mụtara kpochapụ. Ụdịrị ihe ọjọọ dị otu na-ejidekwa ezinaụlọ onye otu nzuzo mere ya, kpochapụ. Maka na ndị Igbo tụrụ ilu were na-asị na arụsị na-eri asaa erighị asaa, ahụ anaghị adị ya mma.

O nwekwuazịrị ọtụtụ ọghọm ndị ọzọ dị n'otu nzuzo. Depụta ha ma kọwaa ha nke ọma. Mana, gbakwaa mbọ ka ị ghara ịba n'otu nzuzo. Ọ bụrụkwanụ na ị nọ n'ime ya, biko si na ya pụta n'ihi na uru adịghị n'ụkwụ ụkpana. Maka na ọ bụ ụkpana na-erela ọkụ, ọ sị na ọ na-aha mmanụ. Marakwa na ọ bụ nkụ ị kpara n'ọkọchị ka ị ga-anya n'udummiri.

# ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ABỤỌ
# DIBỊA ỌDỊNAALA

Dibịa bụ onye nwere ọnatarachi, onyinye, mmụta na nghọta banyere ịchọpụta ihe na-arịa mmadụ na kwa ịmata ụzọ kacha mma a ga-esi were gwọọ onye ahụ, ma nwekwaa ike gwọọ onye ahụ ka o si na nrịanrịa ji ya maọbụ na-esogbu ya nwere onwe ya. Ọ bụghị onye ọbụla na-aza dibịa. Tupu a kpọọ gị dibịa, ị zaa, a ga-amata n’ezie na ị bụ ojenammụọ. Ojenammụọ bụkwa onye nwere ikike ịnapụtanwu ndị mmadụ n’aka ndịmmụọ maọbụ onye nwekwara ike izila mmadụ mmụọ site n’ọgwụ. Ọ bụzi nkọwa a ga-emezi ka a kọwaa nke ọma ụdịrị dibịa dị iche iche e nwere.

Kemgbe Chukwu kere ụwa ka O kere dibịa. Ọ bụkwa ha na-eleta maka ahụike ndị mmadụ Chukwu kere. N’ihi nke a, o kwesịrị ka a kọwaa nke ọma ụzọ dibịa abụọ e nwere. E nwere ***dibịa ọdịnaala*** na kwa ***dibịa bekee***. N’ime ha abụọ, o nwere nke bụ ibe ya ụzọ were pụta ụwa. Dibịa ọdịnaala bu dibia bekee ụzọ were puta ụwa. Dibịa ọdịnaala bu ụzọ were dị na be anyị bụ ala Igbo tupu dibịa bekee. Tupu e nwee dibịa bekee, ọ bụ dibịa ọdịnaala ka ndị be anyị ji eleta ndụ ha anya, ahụ maka ahụike ha, agwọ onwe ha ọrịa, ajụ ajụjụ banyere ndụ ha, ahụ ndị mmụọ, agwa ndịmmụọ okwu, amata maka onwe ha, ajụ ase maka echi ha, ji edozi ndụ nọ na nsogbu dgz.

Mgbe elu bụ ala ọsa, tupu dibịa bekee abata n’ala Igbo, ọ bụ dibịa ọdịnaala ka ndị be anyị ji agwọ onwe ha ọrịa. Ma ruo ugbua, dibịa bekee batarala n’ala Igbo n’ụzọ pụrụ iche, dibịa

ọdịnaala ka ewukwa ewu ma kwusịekwa ike ka ọ dị na mbụ. Ọtụtụ ọrịa na be anyị ka ndị be anyị nwere nkwenye siri ike na ọ bụ naanị ndị dibịa ọdịnaala ga-agwọ ha. Na ha abụghị ọrịa ndị dibịa bekee ga-agwọnwu. Ọtụtụ ndị be anyị nwekwara nkwenye na ndị dibịa ọdịnaala na-agwọ ọrịa niile dị n'ụwa, ma ọrịa ahụ, ọrịa ime mmụọ, ọrịa uche, ọrịa mmụọ ọjọọ, nsogbu ụwa dị iche iche, ahụọkụ dị iche iche, ahụ ezughị oke dgz. Ọtụtụ ndị be anyị bụ ndị Igbo bụ ndị anaghị ekweta na dibịa bekee ga-agwọta ha ihe na-arịa ha. Nkwenye ha mgbe niile ọrịa bịakwutere ha bụ na ọ bụ dibịa ọdịnaala ga-enye ha ọgwụ ga-agwọ ha.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ATỌ
## NDỊICHE DỊ N'ETITI DIBỊA ỌDỊNAALA NA DIBỊA BEKEE

Dị ka m siri kọwaa na mmalite na e nwere ụzọ dibịa abụọ na be anyị bụ ala Igbo. Ụzọ dibịa abụọ ahụ bụ ***dibịa ọdịnaala*** na ***dibịa bekee***. Dibịa ọdịnaala bụ onye nwere ikike, ọnatarachi, mmụta na nghọta banyere ịgwọ mmadụ n'ụzọ ọdịnaala. N'ihi nke a, a ga-asị na dibịa ọdịnaala bụ onye na-agwọ onye ọrịa, onye ahụ adịghị mma, n'ụzọ omenaala. Ọ bụ onye ji akwụkwọ na osisi dị n'ọhịa were na-agwọ ndị ọrịa. Ọgwụgwọ ọbụla dibịa ọdịnaala na-agwọ na-abụ ọgwụgwọ sitere n'ụzọ omenaala. Ọ bụkwa site n'ịkpata akwụkwọ dị n'ọhịa na osisi dị n'ọhịa, sie ha n'usoro ọgwụ, suo ha esu maọbụ berie ha eberi n'ụzọ ọbụla kacha mma ọ ga-eji were gwọta onye ọrịa. Tupu dibịa ọdịnaala agwọwa onye ọrịa ọ na-agwọ, ọ na-emekwa nnyocha banyere ọrịa ọ ga-agwọ maọbụ ọrịa ọ na-agwọ. Tupu o nyewe onye ọrịa ọgwụ, ọ ga-ama ụdịrị ọrịa na-arịa onye ahụ. Ọ bụkwa ọgwụ ọ ga-eji gwọọ ọrịa na-arịa onye ahụ ka ọ ga-enye onye ahụ.

Mana, dibịa bekee bụ onye nwere ọzụzụ, ikike, ọnataracha, mmụta na nghọta banyere ịgwọ onye ọrịa n'ụzọ bekee. Ọ bụkwa ọgwụ bekee, ọgwụ ndị a rụpụtara n'ụzọ bekee dị ka ọgwụ ndị a na-elo elo, ọgwụ a na-agba agba, ọgwụ a na-ete ete, ọgwụ a na-ańụ ańụ, dgz ka onye ọbụla nwere ọzụzụ ịgwọ mmadụ n'ụzọ bekee ji agwọ onye ọrịa. Tupu ị bụrụ dibịa bekee, ị ga-agụ maka ya n'akwụkwọ ma mụtakwa nke ọma ihe gbasara ịgwọ onye ọrịa n'ụzọ bekee. Dibịa bekee ọbụla na-agụwa akwụkwọ isi tupu ọ zawa dibịa bekee. Mana, ọ dịghị otu

ahụ na dibịa ọdịnaala. Dibịa ọdịnaala anaghị agụ oke akwụkwọ ka dibia bekee tupu ọ malite rụwa ọrụ ya dị ka onye dibịa. Dibịa ọdịnaala na-ewere ọnọdụ ma malite rụwa ọrụ ịgwọ mmadụ site n'onyinye ọnatarachi, onyinye ịgwọ ọrịa sitere n'aka fere n'aka, ***ịma ama (ọmụma)*** maka na ọ bụ nkwenye ndị Igbo na onye ọbụla bụ ọkpọkọpị na dibịa ọdịnaala bụ onye ọ mara àmá, ya bụ onye chi ya sitere na mgbe a mụrụ ya, kee ya ka ọ bụrụ dibịa ga na-agwọ ndị mmadụ ọrịa. Ọ bụkwa nkwenye ndị Igbo na onye ọbụla dibịa bekee mara ama anaghị ata ahụhụ n'ịgwọ mmadụ ọrịa. na ihe ọbụla onye dị otu ahụ metụrụ aka, ọgwụ ọbụla o nyere onye ahụ na-adị oke ire.

Mana, tupu ị rụwa ọrụ dị ka dibịa bekee, a ga-anụcha gị nke ọma n'usoro ịgụ akwụkwọ. Ị ga-agụ akwụkwọ banyere ndụ mmadụ ma gụruo ya n'isi tupu ị malite zawa dibịa bekee maọbụ gwọwa ndị mmadụ ọrịa. Ọ bụrụkwanụ na ị gụchaa akwụkwọ ka ị bụrụ dibịa bekee, ị ga-emezukwa ihe ndị gọmentị chọrọ n'aka gị tupu e kpube gị okpu dị ka dibịa bekee. Dibịa bekee nwekwara ụzọ ọgbaraọhụrụ dị iche iche ha ji agwọ ọrịa. Ha na-enyochakwa onye ọrịa n'ụzọ ọgbaraọhụrụ tupu ha amalite gwọwa onye ahụ ọrịa ji ya. Nnyocha dị iche iche na usoro ọgwụgwọ dị iche iche na-aga n'ihu n'ọgwụgwọ bekee. O kwesịkwara ka ị mata na tupu ị zawa dibịa bekee, ị ga-enwe asambodo na-egosipụta nzere mmụta gị n'ihe ọmụmụ gị na kwa akwụkwọ ị gụrụ banyere dibịa bekee. Mana, na dibịa ọdịnaala, a dịghị enwe asambodo tupu a malite rụwa ya.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ANỌ
## ỤDỊRỊ DIBỊA ỌDỊNAALA DỊ ICHE ICHE E NWERE.

N'ezie, dibịa ọdịnaala dị n'ụdị n'ụdị. Ụdịrị dibịa ọdịnaala ọbụla nwere ebe ọ na-akpa ike na kwa ụdịrị dibịa nke ọ bụ ya ka e ji were mara ya.

Otu n'ime dibịa ọdịnaala e nwere bụ **dibịa mkpaakwụkwọ na mgbọrọgwụ**. Gịnị bụ dibịa mkpaakwụkwọ na mgbọrọgwụ? Ọ bụ dibịa ọdịnaala o doro anya nke ọma iji akwụkwọ na mgbọrọgwụ osisi dị iche iche were na-agwọ onye ọrịa ihe na-arịa ya. Ọ bụ n'ebe akwụkwọ dị n'ọhịa na mgbọrọgwụ jupụtara n'ọhịa ka ike dibịa mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ kacha ehi ụdụ. Onye ọbụla o nyere ọgwụ nke o si n'akụakwụkwọ osisi na kwa mgbọrọgwụ osisi were na-enweta, na-enwe nnukwu olileanya na ihe na-arịa ya ga-adị ya mma.

Na dibịa ọdịnaala, e nwekwuazịrị **dibịa afa**. Kedụ onye bụ dibịa afa? Dibịa afa bụ dibịa na-agwa mmadụ maka ihe ọ maghị banyere onye ya zoro ezo. Dibịa afa na-emekwa ka mmadụ mata maka echi ya, ụnyahụ ya, ọnọdụ ya na ezinaụlọ ya, nghọta maka ikwu ya na ibe ya, ndụ ọ dị n'ụwa, ahụike ya, ma nsogbu ga-adakwasa ya na kwa otu ọ ga-esi merie nsogbu bịakwutere ya maọbụ gbanahụ nsogbu na-achọ ịbịakwute ya. Dibịa afa nwere usoro o si ahụ ihe miri emi ma dịkwa nzuzo. Ọ na-eme nke a site n'ịgba afa. Ịgba afa nwere usoro e si eme ya. O nwekwara ihe ndị e ji agba afa. Ọ bụkwa dibịa afa ga-agwa onye bịara ka ọ gbaara ya afa ihe ndị ọ ga-eme na kwa ihe ndị ọ ga-eweta tupu ọ gbawara ya afa. Ọ bụrụ na onye bịara ka ọ

gbaara ya afa wetachaa ihe ndị afa na-eri, dibịa afa amalite gbawara ya afa. Ọtụtụ ndị dibịa afa ji mkpụrụ afa were na-agba afa. Mkpụrụ afa nwere ike ịbụ mkpụrụokwe maọbụ ego ayọrọ, maọbụ ajịrịja, maọbụ ihe ndị dibịa afa ji were mere mkpụrụ afa ha. Ọ bụ mkpụrụ afa ahụ ka ọ ga na-achịgharị ma na-awụsakwa ya n'ala ma na-agwakwa onye ọ na-agbara afa ihe afa ya na-ekwu banyere onye ahụ. Ụfọdụ ndị dibịa afa na-eji ogene, mkpirisi osisi, ayọrọ, okukombe, mpi atụ, ugbene nnụnụ, ntụ ebiogwu, opiekere, ọdụenyi, mbọagụ dgz were na-agba afa nke ha. Onye dibịa afa ọbụla nwere ụzọ ya na chi ya kpebiri o si ahụ ndịmmụọ, na-agwa ndịmmụọ okwu, na-akpọ ndịmmụọ oku ha aza ya, na-ajụ ndịmmụọ ase, na-enye ndịmmụọ ọnọdụ ha ga-anọ ma na-anatakwa ndịmmụọ ihe ha ji n'aka.

Ụdịrị dibịa ọzọ a ga-eleba anya bụ **dibịa ọgwụ**. Gịnị bụ dibịa ọgwụ? Dibịa ọgwụ bụ ụdịrị dibịa na-agwọrọ mmadụ ọgwụ maka ịga n'ihu, izenahụ ndị iro, ize ndụ, ịzọ ndụ, ịnọ ogologo ndụ, ịgbanahụ atụmatụ ndị ajọ mmadụ, echiche ndị ọjọọ, idozi akara aka, ime nke ọma na ndụ, ịkwụdosi ike n'ụwa, ọbịara ga-egbu m gbuo onwe ya, o metara buru, inwe ebube, ịgbanahụ nsogbu ụwa, ijide onye ohi dgz. E nwekwuazịrị ụdịrị ọgwụ ndị ọzọ dibịa ọgwụ na-agwọrọ onye chọọrọ ya were bịa. Ụdịrị ọgwụ ndị ahụ e depụtara n'elu bụ ọgwụ ọma. E nwekwara ịgwọ ọgwụ ọjọọ. Ịgwọ ọgwụ ọjọọ bụ ọgwụ ndị ahụ ***dibịa ọgwụ*** na-agwọrọ onye chọọrọ ya bịa ka o were megide mmadụ ibe ya. Ụfọdụ n'ime ụdịrị ọgwụ ọjọọ ndị ahụ bụ ịgwọ ọgwụ maka igbu mmadụ, ikechi mmadụ ka ọ hapụ ịga n'ihu, itinye mmadụ n'ọnwụ ike, itinye mmadụ na nnukwu ọrịa agaghị ekwe ngwọta, ntisasị ezinaụlọ, iweta ọgbaaghara n'etiti ndị mmadụ,

iwetara mmadụ akpọmasị, ịla mmadụ n'iyi, ime mmadụ ka a na-achị ya ọchị, ịkpọchi akaraaka mmadụ, ịwị mmadụ ara, ime mmadụ ọkịrịmgbọwaisi, ime mmadụ ọnọnaalaahụegbe, achaere, iweta ọnwụ nnwụchu n'etiti mmadụ, ịgba alụkwaghịm, alụghị di, azị ịgba mmadụ, ịgba mmadụ na ihe o nwere uchu, ịkpọchi afọ ime, ịtụtụ ahụhia, ume ọmụmụ imechu mmadụ ihu, dgz. Ọgwụ maka ihe ndị a bụ ajọ ọgwụ. Ịgwọrọ mmadụ ụdịrị ọgwụ ndị a abụghị ezigbo ihe. Ma dibịa ọgwụ na-agwọrọ ya mmadụ, ma onye ọ na-agwọrọ ya, ha niile na-anata ụgwọọrụ ọgwụ ha gwọrọ maka na ọ bụ otu ahụ ha siri gwọọrọ ya mmadụ ka ọgwụ ahụ ga-esi lakwutekwa ha maka na ọ bụ iko onye ji ama ka a ga-eji wee maara ya, n'ihi na ihe onye tụrụ n'ahịa ka a ga-azụtara ya. Maka na ọ bụ otu onye dị ka ihe ya na-adị. Onye ọbụla na-agwọ ọgwụ ọjọọ matakwa na ọ bụ otu ahụ ọgwụ ọjọọ ndị ahụ ọ na-agwọ dị ka ya onwe ya, ụmụ ya, ezinaụlọ ya na ihe niile o nwere, ga-adịcha.

Dibịa ọdịnaala ọzọ akwụkwọ a ga-eleba anya bụ **dibịa àjà**. Àjà bụ omenaala ndị Igbo na-eme iji were nye ndịmmụọ ihe ha na-eri ka ha were haa ndị nọ ndụ aka. Ọ bụ ọchụchụ ka a na-achụ aja. Mana, tupu a chụwa aja, a ga-agba aja. N'ihi ya, n'ala Igbo, a na-agba aja ma na-achụkwa aja. Ma ịgba aja, ma ịchụ aja, ọ bụghị mmadụ nkịtị na-eme ya. Ọ bụ onye nwere ikike ime ya ma bụrụkwa onye ga-enyenwu ndịmmụọ nri n'aka ma natakwa ha nke ha ji ka a maara dịka dibịa aja. Ịgba aja na ịchụ aja siri ike. Ọ bụghị ọrụ ofeke maọbụ ogbodu na-arụ. Ọ bụ ọrụ anya na-ahụ mmụọ na-arụ.

E nwekwara usoro dị iche iche na kwa ụzọ dị iche iche e si agba aja ma na-achụkwa aja. Ọ bụkwa dibịa aja na-ekwu ihe e ji agba aja na ihe e ji achụ aja tupu a malite ịgba na ịchụ aja. E nwere aja a na-achụ na mmiri, n'oshimiri, n'ịkpa, n'ajọ ọhịa, n'ọgbọ iliozu, n'ukwu osisi, n'okporoụzọ, na mbaraezi, n'ụzọ awaraawara, n'ụzọ gbara anọ, n'arụsị, n'ajaala, n'okwu arụsị, n'eluugwu, n'ọzara, dgz. Ọ bụkwa dibịa aja ka ọ bụ ọrụ ya ịhụ maka aja, usoro a ga-esi mee ya na kwa ebe a ga-anọ mee ya. Matakwa na onye amaghị achụ aja maọbụ agba aja mee ya, ọ waa n'afa. Ihe nke a na-akọwa bụ na o gosipụtakwa onwe ya, na aja a gbara maọbụ na aja a chụrụ adịghị mma site n'inye onye e ji maka ya were chụọ ya nsogbu n'ụzọ dị iche iche. Ọ bụkwa site n'afa ka a ga-esi mata na aja a gbara maọbụ na aja a chụrụ na a gbataghị ya maọbụ na a chụtaghị ya. A ga-akpọkwa dibịa ọ bụ ọrụ ya ma bụrụkwa onye o doro anya ka o menwokwa ihe ahụ e mere n'ụzọ kacha mma ma metakwa ihe ahụ e metaghị. O kwesịkwara ka ị mata na ọ bụghị onye ọbụla na-eri ihe e jiri chụọ aja. Ọ bụ dibịa aja na-eri ihe ndị e jiri chụọ aja ruoro ya, ma werekwa nke ruoro ndịmmụọ nye ha. Maka na o rie nke ya ma rikwuo nke ndịmmụọ, ndịmmụọ anawa ya ihe ha. Ọ kpachaghị anya, ha etigbuo ya ma menye onye ọbụla gbataara ya ọsọ ọgụ, egwu.

## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE ISE
## URU DIBỊA BARA

N'ezie, ndị dibịa bara nnukwu uru n'ala anyị. Ọ bụ Chukwu kere ndị dibịa. Chukwu kere ha maara ihe kpatara O jiri kee ha. Ọrụ dibịa malitere mgbe ndụ anyị malitere. N'ihi nke a, uru ha baara ndị be nayị na ọrụ ha na-arụrụ ndị be anyị juru eju ma barakwa abara.

Otu n'ime uru ndị dibịa baara anyị bụ na ha na-enye ndị be anyị ezigbo olileanya na nchekwube bụ ọkpọkọpị na ndụ. Ọtụtụ mgbe, ka ndị be anyị na-esi na dibịa afa wee na-enweta nkwenye na ihe ga-akacha mma n'ọdịniihu. Ndị dibịa aja na-emekwa ka ndị be anyị chụọ chụo aja maọbụ gbaa aja iji were rọzie ihe rọgọrọ arọgọ. Ọ bụkwa dibịa aja mgbe ụfọdụ na-akọwapụta ụdịrị afa a ga-agba maọbụ chụọ ijiri dozie ọnọdụ maọbụ kwee ọnya maka ọnọdụ ọma n'ọdịniihu.

Uru ọzọ dibịa bara bụ na ha na-agwọ ndị ọrịa. Ndị Igbo tụrụ ilu na-asị na onye ya na chi ya dị na mma anaghị aga na nke dibịa. Ihe ilu a na-akọwa bụ na ọ bụ naanị onye nọ na nsogbu na-achọkwuga ndị dibịa. Onye ọbụla chọọrọ dibịa were gaa na nke ya bụ onye ahụ adịghị. Ọ bụrụ na onye ahụ anaghị arịa ọrịa ime ahụ, ọ na-arịa ọrịa chi ọjọọ. Onye ahụ nwekwara ike bụrụ onye ndịmmụọ ọjọọ na-enye nsogbu. Ọtụtụ ndị mmadụ na-achọga ndị dibịa bụkwa maka na ndị mmadụ ibe ha ekweghị ka ha ńụọ mmiri tọgbọ iko. Ndị ihe na-esiri ike na kwa ndị a na-emegbu emegbu na-achọkwa enyemaka ndị dibịa. Ndị a niile bụcha ndị ahụ adịghị. Mgbe ọbụla ha gakwuuru ndị dibịa, ha na-enweta

ọgwụgwọ ọrịa na-arịa ha ma nwekwaa afọojuju n'ụzọ pụrụ iche na ihe ndị ahụ na-esogbu ha ga-ahapụ ha aka.

Ndị dibịa na-emekwa ka ndị ụwa gbara gharịị gbakwutere ha, nwee ndụ ọhụrụ n'ime ha site na-ime ka ha ghọta na nsogbu ahụ na-akpụ ha isi nke ha chere na o nweghị ụzọ a ga-esi mezie ya nwere ihe a ga-eme ya. N'ala Igbo, o nweghị nsogbu ndị Igbo nwere, maọbụ nsogbu ọbụla na-akpagbu onye Igbo, ndị dibịa anyị na-ekwetaghị na ha amaghị ihe ha ga-eme ha. Nsogbu ọbụla bụ nke ndị dibịa kwetara na ha ji ọgwụ ha n'ihi na ha ji ihe e ji etigbu nsogbu ọbụla selitere isi na ndụ mmadụ.

Ndị dibịa na-eme ka ụjọ na egwu pụọ ndị bịakwutere ha n'anya. N'ezie, ụwa dị omimi ma dị kwa ogbu. Ihe ụjọ na ihe egwu jupụtara n'ime ụwa anyị nọ n'ime ya. Ọtụtụ ndị mmadụ bụ ndị ihe ndị merela ha n'ụwa a menyerela ụjọ ma butere ha ahụ ọmajijiji. Ụfọdụ n'ime ihe egwu ndị ahụ bụ na ụfọdụ ndị Igbo bụ ndị na-enwe nkwenye na ndị nwụrụla anwụ na-abịakwute ha ma na-eyi ha egwu. Mgbe ụfọdụ kwa ka ndị be anyị na-ekwu na ha na-anụ oluokwu na oluoku dị iche iche n'etiti òwù, mana ha anaghị ahụ ndị na-ekwu okwu ndị ahụ maọbụ na-akpọ oku ndị ahụ. E nwekwuazịrị akwa nnụnụ ụfọdụ ndị Igbo kwenyere na ha dị njọ ma bụrụkwa nke ga-eweta ọnọdụ ọjọọ. Ụfọdụ n'ime akwa nnụnụ ndị ahụ bụ n'abalị ka olu ha jikarị aha ọnụ. Ọzọ kwa bụ na mmadụ mekata omume ọma were hapụ ya mewe nke ọjọọ, ndị nwe onye ahụ na-enwekwa ụjọ n'ime ha na ọnọdụ ọjọọ na-achọ ịdakwasa ha site n'aka onye ahụ. N'ezie, ụdịrị ihe ụjọ ndị a na ihe egwu ndị a bịakwute ndị Igbo, ha na-agbakwụga ndị dibịa. Ọ bụ nkwenye

ha na ọ bụ ndị dibịa na-egbo ụdịrị ọgụ ndị ahụ ma doziekwa ọnọdụ nke ọma n'otu o kwesịrị ka ọ dị.

Uru ọzọ dịkwa ezigbo mkpa bụ na ndị dibịa anyị na-enyere aka n'idowe na ichekwaba omenaala ndị Igbo. O kwesịrị ka anyị mata na ihe niile ndị dibịa Igbo na-eme bụ ihe ndị gbadosiri ọkpa ike n'omenaala Igbo. Ọ bụkwa n'usoro omenaala na ọdịnaala Igbo ka ha si enye ọgwụgwọ ha, agba afa, achụ aja na kwa ihe niile ndị ha na-eme. Ndị dibịa anyị ejighị omenaala anyị egwuri egwu n'ihi na ha kwenyesịrị ike na ngwere gbawa ọsọ were hapụ ukwu osisi, aka akpara ya. N'ihi na a naghị ahapụ isiaka were na-agba ụrịọm. Maka na ọ bụ ihe anụ na-asara ka e ji amata ya n'ọnya.

Ndị dibịa sokwa na ndị kwenyesịrị ike na ọtụtụ ihe na-eme anyị bụ ndị nke sitere na-amaghị omenaala, ileda omenaala anya na imebi omenaala na ọdịnaala Igbo. Na onye ọbụla na-asọpụrụ omenaala na ọdịnaala Igbo anaghị enwe nsogbu ma ya fọdụkwa onye ahụ inwe nsogbu karịrị ya.

Uru ọzọ kwa ndị dibịa bara n'ala Igbo bụ na e mejọọ ala, mee nsọala maọbụ mee arụ n'ala Igbo, ọ bụ ndị dibịa ka a ga-agbakwuru maka ịmata ụzọ a ga-esi kwọọ onye ukwu wara. N'ọnọdụ dị otu ahụ, ndị dibịa na-ewetakwa olileanya n'ebe e chere na olileanya adịghịzi. Ha na-eme ka ije nyịrị anyị kwe ọgụga site n'ịtụpụta aro otu a ga-esi mee ka ọnọdụ ọjọọ dị otu ahụ kwe itinye aka. N'ezie, e meta nsọala maọbụ arụ n'ala Igbo, ọ bụ ndị dibịa ka ọ dịịrị imezi ihe e mebiri. Ha na-eme nke a site na-ime ihe a na-akpọ ***'Ịkpụ arụ'*** maọbụ ***'Ịkwa ala'.***

Ọ bụ ndị dibịa na-ahụ maka ịkpụ arụ. Ọ bụghị ihe mmadụ nkịtị na-eme. Tupu onye mere arụ maọbụ nsọala akpụọ arụ maọbụ kwaa ala, ọ bụ dibịa ga-ekwupụta ihe ndị a ga-eji kpụọ arụ na usoro na kwa ọnọdụ a ga-agbaso n'ịkpụ arụ. Ọ bụrụ na a kpụwa arụ mana aka dibịa adịghị ya, a mata na ịkpụ arụ ahụ agaghị adị ire. Ọ gaghịkwa eziru ozi ya n'isi site na-ime ka obi ndị nọ ndụ, ndị nwụrụ anwụ na ala anyị zọdoro ọkpa, dajụọ ma jụọ oyi.

Ọrụ dibịa n'ala Igbo bụ nnukwu akaọrụ. Onye ọbụla bụ ezigbo dibịa maara ihe ọ na-eme, ma bụrụkwa dibịa ọnatarachi, na-akpata ihe ọ na-eri. Ọtụtụ ndị dibịa bụkwa ndị si n'ọrụ dibịa ha na-arụ wee bụrụ ọgaranya. Ezigbo dibịa n'ala Igbo anaghị achọ ihe ọ na-eri achọ. Ihe ọ ga-eri anaghị akọ ya. Ma ewu, ma atụrụ, ma ọkụkọ, ma ji, ma akpụ, ma osikapa, ma akpa àgwà, ma okporoko, ma azụ, ma ihe oriri dị iche iche na-abụ atụrụ tawa na be onye ezigbo dibịa ọbụla. Ụfọdụ bụkwanụ ndị ha gwọrọ ọrịa siri ike ngwọta maọbụ meere ha ihe wepụụrụ ha nnukwu ọgbatauhie na ndụ ha, ha na-ebunye dibịa ụgbọala, ọgbatumtum, anyịnyaigwe na kwa ihe onyinye ndị ọzọ dị kwa iche iche dịka tiivii, faanụ, redio na ngwaọrụugbo dị iche iche. Ụfọdụ ndị dibịa ka ndị ha gwọtara ọrịa na-arịa ha site n'ụzọ omenaala, na-arụrụ ha ụlọ obibi maọbụ zụọrọ ha ụmụ ha. Ụfọdụ ndị dibịa bụkwanụ ndị a na-akpụnye ehi n'ihi na a sị na ọ bụ obejiri ihu naabọ ka e ji ana dike aka. Maka na ọ bụ odogwu na-agba egwu ikoro. Matakwa na ọ bụ onye gbara bọọlụ na-aracha oroma n'ihi na ọ bụ onye rụọ o rie. Onye arụghị anaghị eri.
Ndị dibịa bụkwa ndị a maara dị ka ndị na-ejepụ ejepụ maka ịgwọ ndị mmadụ ọrịa. Ha bụ ndị na-esi n'obodo ha were gaa

n’obodo ọzọ ije gwọọ onye ọrịa. A na-esi obodo dị iche iche were na-achọ onye ọbụla bụ ezigbo dibịa maara ihe ọ na-eme ka ọ bịa gwọọ onye àhụ adịghị. Ọ bụrụ na dibịa gachaa mba were lọta, aka na-adị ya mma. Ọ na-eji ọtụtụ ihe dị mma were na-alọta. Ọ na-eji ma ego ma ihe a na-eri eri were lọta. Mana ọ bụghị ihe ndị ahụ o ji were lọta kacha baa uru n’ije dibịa ahụ ọ gara. Uru kacha uru ndị dibịa kacha were na-aba n’ije dibịa ha na-aga bụ na ha na-eme ka obodo ha bụrụ nke a maara. Ezigbo dibịa na-esi n’ezigbo akaọrụ ya were na-ewetara obodo ya ezigbo aha ma mekwaa ka aha obodo ya bụrụ nke ndị mmadụ maara ma bụrụkwa nke na-ewu ewu. N’ihi nke a, aga m asị na eji ezigbo dibịa amata obodo ma werekwa obodo were na-amata ezigbo dibịa. Dibịa ọbụla ọrụ dibịa doro anya na-abụ ezigbo onye nnọchiteanya obodo ya. Ebe ọbụla ọ gara, aha obodo ya esoro ya na-aga. Ezigbo akaọrụ ya dịka ezigbo dibịa na-agbasa, aha obodo ya ana-ewusa.

Ọzọ bụ na ezigbo dibịa na-eme ka a na-akwanyere obodo ùgwù. Obodo ọbụla nwere dibịa kara aka bụ obodo a na-asọpụrụ ma na-ezekwa eze. Matakwa na ọ bụ mmadụ bụ obodo. Mmadụ adịghị, obodo alaa. Na obodo na-akpa ike, bụ ndị nọ n’ime obodo ahụ. N’obodo na-ewu ewu bụkwa ndị obodo ahụ, ndị nwe obodo ahụ, mere ya ka ọ na-ewu ewu. Ọbodo ọbụla a na-atụ ụjọ bụ ndị nwe ya mere ka ọ na-ewu ewu. N’ihi nke a, a na-eji maka ndị dibịa ụfọdụ ji anya ha ahụ ndị mmụọ were na-eze obodo ha eze, ma na-akwanyekwara obodo ha ùgwù. Obodo ọbụla nwere ezigbo dibịa na-ewu ewu

bụkwa obodo mmiri anaghị eri. Ọ na-abụ obodo ọkpa na-esi ike n'ala mgbe ọbụla na kwa oge ọbụla.

Chepụta uru ndị ọzọ dịgasị iche iche ndị dibịa bara n'ala Igbo na kwa na ndụ anyị, ma depụtachaa ha.

## IHE ỌMỤMỤ NKE ISII
## ỌGHỌM DỊ N'ỌRỤ NDỊ DIBỊA NA-ARỤ.

N'ezie, ihe niile dị n'ụwa a Chukwu kere nwere uru nwekwuazịrị ọghọm. N'ihi nke a, e nwere mma n'ụwa ma nwekwuazịa njọ. Ọ bụ site otu ahụ ka o si were dị n'ebe ọrụ dibịa na-arụ. Otu ahụ e siri nwee uru n'ọrụ ha ka e sikwa nwee ọghọm dị na ya.

Otu n'ime ọghọm dị n'ọrụ ndị dibịa bụ na ọgwụ ha ji agwọ ndị ọrịa anaghị esocha usoro kwesịrịnụ. Ọtụtụ mgbe ka ọgwụ ha na-enye onye ọrịa na-akarị ahụ onye ahụ ha na-enye ọgwụ ha. Ọnọdụ dị otu a na-eme ka ndị dibịa na-enye ọgwụ iji were gwọọ ọrịa hapụ ịmata otu ike ọgwụ ha na-enye onye ọrịa ha na kwa otu ike onye na-áńụ ọgwụ, ha. Nke a na-eme ka ọgwụ hapụ ihe a chọrọ ka ọ rụọ ma rụwakwa ihe ọzọ. Oge ụfọdụ kwa, ọgwụ ndị dibịa na-enye ndị ọrịa anaghị agwọ ọrịa e ji maka ya were na-áńụ ya. Ọnọdụ dị otu a na-eme ka ọgwụ nọdụ iche, ọrịa anọrọ iche. Onye ọrịa na-anwụ maka na ọ na-arịa ihe na-eme ya, ọ na-arịkwuazị ọgwụ juru ya ahụ anaghị agwọ ya ọrịa.

Ọghọm ọzọ e nwere n'ebe ndị dibịa nọ bụ na ọtụtụ n'ime ha na-eru inyi. Ha anaghị adị ọcha. Ha na-ebukwa adịghị ọcha ha ahụ were banye n'ọgwụ ha na-enye ndị ọrịa. O kwesịkwara ka anyị mata na ịdị ọcha na-enyere ahụike aka mana iru inyi na-eweta ọrịa. Ọtụtụ ndị dibịa anaghị edowe onwe ha ọcha. Ha anaghịkwa edowe ọrụ dibịa ha ọcha. Ha anaghịkwa edowe ụlọ ebe ha na-anọ enye ọgwụ ha, ọcha. Ha anaghịkwa eji ịdị ọcha

were na-agbaso ọrụ ọgwụgwọ ọrịa ha. Mgbe ụfọdụ ka ndị ọrịa ha na-agwọ na-esikwa n’iru inyi na adịghị ọcha ha were na-ebutekwa ọrịa ọzọ tinyekwara na nke na-arịabu ha.

Ọtụtụ ndị dibịa bụ ndị ji asị were na-arụ ọrụ dibịa ha. Ọrụ ha na-arụrụ ndị nọ na nsogbu na-abịakwute ha bụ ọrụ ndị na-agbado ụkwụ n’asị. Ha anaghị eji eziokwu were na-arụ ọrụ ha. Ha na-esi n’ụzọ dị otu a were na-aghọgbu ndị na-abịakwute ha maka nsogbu ụwa ji ha. Ụfọdụ ndị dibịa na-agba afa, ma ndị na-enye ọgwụ, ma ndị na-achụ àjà, bụ ndị ji asị were na-arụ ọrụ dibịa ha. Ọnọdụ dị otu a na-etinye ndị na-abịakwute ha na nsogbu ma mekwaa ka ụwa gbaa ndị ahụ gharịị. Ndị dibịa ndị asị a na-eji ọrụ asị ahụ ha na-arụrụ ndị ọrịa na-abịakwute ha were na-eme ka nsogbu ha kawanye njọ. Ha sikwa n’ụzọ dị otu a were na-anapụ ha ihe ha nwere ma tinyekwa ha na nsogbu site n’iji ahgụghọ na azụaka were na-eso ndị ji ọsọ were gbakwute ha maka enyemaka n’usoro ọgwụgwọ.

Ụfọdụ ndị dibịa bụ ndị obi fere azụ. Ha bụ ndị afọ tara mmiri. Arụrụala kụrụ ha akwa n’isi. Ha na-eji ọrụ dibịa ha na-arụ were na-emegide mmadụ ibe ha. Ụdịrị dibịa ndị a na-eji ọrụ dibịa ha na-arụ were na-etinye ndị mmadụ ibe ha na nnukwu nsogbu ma na-emekwa ka ha were anyammiri na-akwọ aka. Ụfọdụ n’ime ndị dibịa bụ ndị a maara dị ka ndị ajọ dibịa, na-ahapụ iji ọnatarachi dibịa ha were na-agwọ mmadụ, kama ha na-eji ya were na-egbu mmadụ ma werekwa ya na-eme mmadụ ibe ha ***‘ọ dị ndụ ọnwụ ka mma.’*** Ụdịrị dibịa ndị a ewetala nnukwu iru ụjụ na akwa arịrị n’ebe mmadụ ibe ha nọ. Ọ bụ ụdịrị ajọ dibịa ndị a na-agwọ ọgwụ ọjọọ a na-etinyere mmadụ na nri, na

mmanya maọbụ na mmiri ọ́ńụ́ńụ dgz. Ọ bụkwa site n'aka ha ka e si eweta ọgwụ a na-achịsara mmadụ n'ụzọ, maọbụ ụdịrị ọgwụ a na-eliri mmadụ n'ala, maọbụ n'ụlọ mmadụ bi, ebe ọ na-arụ ọrụ, ebe o si agafe, ebe ọ na-apụ ọrịrị, ebe ọ gara mmemme, n'ama egwuregwu dgz. Ọ bụkwuazị ndị dibịa ọjọọ a na-ewepụta ọgwụ a na-akọ mmadụ. Ịkọ ọgwụ bụ ọgwụ e si n'ikuku were na-ememina mmadụ. Ọtụtụ mgbe ka ndị mmadụ na-asị na a kọrọ ha ọgwụ. Ọtụtụ ọrịa ọjọọ dị iche iche ka e si n'ịkọ ọgwụ were na-enweta. Ọtụtụ ọrịa ọjọọ dị iche iche ka e si n'ịkọ ọgwụ were na-enweta. Ọtụtụ ndị ọrịa nọ na be anyị ugbua nwekwara nkwenye siri ike na ọ bụ ọgwụ ka a kọrọ ha.

Ọghọm ọzọ a ga-eleba anya na ya n'ọrụ ndị dibịa bụ na ọtụtụ ndị dibịa, ndị na-akwụbaghị aka ha ọtọ n'ọrụ dibịa, ndị rụrụ ọrụ ọjọọ na dibịa, bụ ndị a maara dị ka ndị anaghị enwe ezigbo ezinaụlọ. Ezinaụlọ ha anaghị atọ ụtọ. N'ihi arụ ọrụ ọjọọ ha ji ọrụ dibịa ha rụọ, ahịhịa na-etochi ezinaụlọ ha. Ụmụaka ha bụkwa ndị na-eji eze ekpere ekwere n'ụwa ha pụtara maka na ndị Igbo kwuru okwu were na-asị na ọ bụ ihe onye metara ka ọ ga-eji isi ya buru. Maka na ọ bụ a gbachaa egwu, ọ laa n'ukwu. N'ezie, ọgwụ ọjọọ na-eweta ndụ ọjọọ.  Ndụ ọjọọ na-ewetakwuazị oke ịta ahụhụ, ịta ikikere eze na kwa ịkwa amakwaara na ndụ mmadụ. Dibịa ọbụla ji ọrụ ya na-arụ ọrụ ọjọọ ma werekwa ya na-arụ ala na-enwe nsogbu na ndụ ya, ndụ ezinaụlọ ya na kwa ụkataazụ ya. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji ekwu okwu na-asị kama m ga-eriju afọ were dachie ụzọ kama ka m buru ọnụ. Maka na ọ bụ otu onye siri bie ndụ n'ụwa ka ụwa ga-esi were soo ya.

Ọtụtụ ndị dibịa bụ ndị ji ọrụ dibịa ha were na-ebo ebubo ụgha. Mgbe ụfọdụ, onye ha na-ekwu na ọ bụ ya mere ihe, mebiri ihe maọbụ rụọ ala na-abụ onye aka ya dị ọcha, onye enweghị ihe ọbụla o mere. Ọ bụkwa site n'ịgbara ndị na-abịakwute ha afa maka ịmata maka ọnọdụ ha, ndụ ha na echi ha ka ụdịrị ebubo ụgha a si adapụta. N'ezie, ndị dibịa arụrụala a na-ama na ihe ha na-eme maọbụ ihe ha na-ekwu adabaghị. Mana onye maọbụ ndị ha na-agwa okwu ụgha ahụ niile na-ewere ihe ha na-agwa ha dị ka eziokwu, ma werekwa ha mewe ihe. Ụdịrị ndụ a jọgburu onwe ya ma bụrụkwa ihe kwesịrị ka a kwụsị ya. Ma ndị dibịa ahụ na-akpa ụdịrị agwa ọjọọ a, ma ndị ahụ na-abịakwute ha, ha niile kwesịrị ka ha baa n'ụlọ ma were Chineke ha hiri isi.

Ihe ọghọm ọzọ sikwa n'ebe ndị dibịa ọdịnaala were na-apụta bụ na ha na-etinye ọgbaaghara na ndụ ndị mmadụ, n'etiti ndị mmadụ, n'ezinaụlọ, n'obodo na kwa n'ọnọdụ ụwa. Dị ka otu ihe si kwụrụ, ọtụtụ ụmụnne achọghịkwa iji anya ha hụ onwe ha n'ihi na ndị dibịa ụfọdụ na-eme ka nwanne nwee nkwenye siri ike na ọ bụ nwanne ya dowere ya n'ọnọdụ ọjọọ ọbụla ọ nọ na ya. Imirikiti ụmụnne anaghịzi esi otu ụzọ aga n'ihi ihe ndị dibịa gwara ha na kwa ụjọ ha yiri ha site n'afa ụgha ha na-agbara ha. Ọtụtụ ezinaụlọ n'ala Igbo bụzịkwa oke n'ọhịa, ngwere n'ụzọ. onye gbata, ọ ghaa ibe ya. O nweghịzi onye chọrọ ịnụ isi nwanne ya. O nweghịzi onye chọrọ mmeụta ahụ nwanne ya n'ihi na onye ọbụla na-ahụtazị ibe ya dị ka onye nsi na onye ihe ọjọọ. Ihe kpatara ọnọdụ dị otu a ji kawanye njọ ma na-arịkwa elu n'ụzọ jọgburu onwe ya bụ n'ihi nkwenye ndị be anyị nwere n'ebe ọrụ ndị dibịa dị. Ndị dibịa asị a na-etisakwa di na nunye

site n'ụdịrị afa asị ha na-agba. Ọ bụrụ na ha asịghị di na ọ bụ nwunye ya na-egbu ya, ha asị nwunye ya na ọ bụ di ya dowere ya n'ọnọdụ ọjọọ ọ nọ, maọbụ na di ya chọrọ ka o were ya gwọọ ọgwụ ego. Ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ na imirikiti ndị be anyị ka nọ n'ìsì. Ha amaghị aka nri ha, ha amaghịkwa aka ekpa ha. Ọ bụ ụzọ ọbụla a sị ha si, ka ha na-esi. A sị ha kpọnye isi n'ọhịa, ha akpọnye. A sịkwanụ ha kpọdo isi n'ala, ha akpọdo n'ihi na ha enwebeghị nghọta miri emi banyere ụwa iji were ghọta na ọ bụghị ebe e tinyere anya mmọnwụ ka mmọnwụ si ahụ ụzọ.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSU NKE IRIABỤỌ NA ASATỌ

1. Gịnị bụ otu nzuzo?
2. Depụta ihe onye nọ n'otu nzuzo na-erita na ya?
3. Kọwapụta uru na ọghọm dị n'otu nzuzo.
4. O kwesịrị ka anyị na-abanye n'otu nzuzo?
5. Gị onwe gị, ị nọ n'otu nzuzo?
6. O kwesịrị ka anyị na-abanye n'otu nzuzo?
7. Gịnị bụ dibịa?
8. Dee ma kọwaa ihe bụ dibịa ọdịnaala.
9. Kọwapụta ndịiche dị na dibịa ọdịnaala na dibịa bekee.
10. Dibịa ọdịnaala na dibịa bekee, kedụ nke ka mma? Kọwaa nke a nke ọma.

11. Depụta ụdịrị dibịa ọdịnaala dị iche iche e nwere n'ala Igbo.

12. Dee ma kọwaa uru dị iche iche dibịa ọdịnaala bara.

13. Depụta ma kọwaa ọghọm dị iche iche e nwere n'ọrụ dibịa ọdịnaala na-arụ.

14. Dibịa ọdịnaala na dibịa bekee, kedụ nke ka mma?

15. Ọgwụ ndị dibịa ọdịnaala na ọgwụ ndị dibịa bekee, kedụ nke ka adị ire?

# NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ITOOLU
# IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
# AGWA ỌMA NA AGWA ỌJỌỌ NA NDỤ NDỊ IGBO

N'ezie, ọ bụ Chukwu kere ụwa, kee mmadụ ma kekwuazị ihe niile jupụtara n'ime ụwa. N'ime mmadụ Chukwu kere, ọtụtụ ihe jupụtara n'ime ya na kwa na ndụ ya. Ma agwa ọma, ma agwa ọjọọ, o nweghị nke a na-achọ achọ n'ebe mmadụ Chukwu kere, nọ. N'ezie, Chukwu ekeghị mmadụ ka ọ kpawa ajọ agwa. Ọ bụ agwa ọma ka Chukwu kere mmadụ ka ọ kpawa. Mana n'ihi ndụ ọjọọ, omume ọjọọ na atụmatụ ọjọọ jupụtara n'ime mmadụ ka mmadụ ji were na-akpa agwa ọjoọ, na-ebi ndụ ọjọọ ma na-emekwa omume ọjọọ. Mana mee elu, mee ala, agwa ojọọ dịịrị onwe ya, agwa ọma nọkwara onwe ya. Ọ bụ aka dị onye mma ka ọ ga-eji hiri isi. Mana, ajụjụ bụrụ. Gịnị bụ agwa ọma?

Agwa ọma bụ ezigbo omume mmadụ kwesịrị ka ọ na-eme, ma bụrụkwa ibi ndụ ọma nke mmadụ kwesịrị ka ọ na-ebi dị ka Chukwu siri chọọ ya. Agwa ọma bụ ndụ e meziri ma bụrụkwa omume na-eweta ndụ ọhụrụ n'ebe mmadụ nọ. Agwa ọma dị ka mmiri jụrụ oyi. Onye ńụọ ya, ahụ ajụọ ya oyi. Onye e kunyekwaranụ ya ńụọ ya, ahụ edoo onye ahụ. N'ihi nke a, agwa ọma bụ ịkpa agwa dị ka Chukwu siri kee ya na kwa mmadụ ime omume dị ka Chukwu kere ụwa, kee eluigwe na ala siri chọọ. Matakwa na mmadụ ekwesịghị ime omume megide chi ya maọbụ megide mmadụ ibe ya. Omume ọbụla mmadụ na-eme kwesịrị ka ọ bụrụ nke dị mma ma bụrụkwa nke a nabatara n'ihu Chukwu na kwa n'ihu mmadụ. Agwa ọma na-

eweta ihe ọma mana agwa ọjọọ na-eweta ihe ọjọọ. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji asị na ihe ọma dị mma omume mana ihe ọjọọ adịghị mma omume. Onye ọbụla Chukwu kere kwesịrị ka ọ na-akpa agwa ọma n'ihi na agwa ọma na-enye ndụ ọma, na-enye ọ́ńụ ma na-enyekwa ogologo ndụ. Mana agwa ọjọọ na-enye ndụ ọjọọ, obi ọjọọ, ndụ dị ilu na kwa ịta ikikere eze kwa mgbe ọbụla n'ụwa.

Onye ọbụla Chukwu kere n'ụwa kwesịrị ịhụ mmadụ ibe ya n'anya dị ka o siri hụ onwe ya n'anya. Ụwa a achọghị esemokwu na obi ọjọọ. O kwesịrị ka ndị mmadụ Chukwu kere na-ahụkwa onwe ha n'anya ma na-emekọrịtakwa dị ka ụmụnne. N'ezie, mmadụ ọbụla kwesịrị inwe ịhụnanya n'ime onwe ya. Ọ bụrụ na ịhụnanya dị n'ime mmadụ na kwa n'etiti ndị mmadụ, esemokwu agaghị adị. Ọnọdụ dị otu a ga-emekwa ka agwa ọma nọsie ike ma kwụrụkwa chịm dị ka Chukwu siri chọọ.

O kweịsịkwara ka mmadụ Chukwu kere mata na ọ bụ mmadụ bụ chi ibe ya. Ihe nke a na-akọwa ma na-egosikwa bụ na o kwesịrị ka mmadụ na-enyere mmadụ ibe ya aka. Mmadụ inyere mmadụ ibe ya aka sokwa n'agwa ọma. N'ezie, o nweghị onye mazu ihe niile n'ụwa a. O nweghịkwa onye nwezuru ihe niile. Mgbe niile ka mkpa dị iche iche na-ejide ndị mmadụ. Mkpa ego, mkpa ọrụ, mkpa ozi, mkpa ịdịnaotu, mkpa ịhụnanya dgz. Ụdịrị mkpa ọbụla mmadụ hụrụ onwe ya na ya, o kwesịkwara ka mmadụ ibe ya nabata ya ma ọ kọsara ya maka ya ma gbooro ya mkpa ahụ. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara ndị Igbo ji ekwu okwu na-asị na ọ na-abụ ọkọ kọwa mmadụ, mmadụ ibe ya akọọ ya. Mana ọkọ kọwa anụọhịa, ọ kọọ ya n'osisi.

Matakwa na eziokwu sokwa n'agwa ọma kacha ibe ya. Ihe ọbụla mmadụ na-eme n'ụwa a kwesịrị ka onye ahụ were eziokwu na ịkwụba aka ọtọ were na-eme ya. Eziokwu bụ isi ndụ ma karachaa ihe niile mma. Ọ bụ eziokwu bụ isi agwa ọma. Onye enweghị eziokwu na ndụ ya bụ ozu na ndụ. Onye ahụ nọ ọnọdụ ka ewu nọ ndụ ma na mpi ya kpọrọ nkụ. Ihe ọbụla a na-eme n'ụwa eziokwu na-adịghị na ya bụ ihe kpuru isi ma bụrụkwa ihe ga-ada mmiri. N'ezie, eziokwu na-edozi ọnọdụ ma na-egbuwa ụzọ. Ebe ọbụla eziokwu adịghị na-abụ ebe ga-echiriri echi. Eziokwu na-eweta ìhè na kwa agamniihu. Onye ọbụla bụ onye eziokwu bụ onye ụwa niile maara dị ka onye agwa ọma. N'ihi nke a, eziokwu bụ agwa ọma, agwa ọma bụrụkwa eziokwu. O kwesịkwara ka onye ọbụla n'ime anyị na-ekwu eziokwu n'ụwa a anyị nọ n'ime ya ka ndụ anyị were tọọ atọ ma bụrụkwa ihe ńńomi dịịrị onye ọbụla.

N'ezie, àgwà ọma juru eju ma bara abara. Ọ bụrụ na akwụkwọ a dewe maka ya, ọ gaghị edecha ya. Naanị ihe akwụkwọ a chọrọ ka ị mata bụ na mmadụ Chukwu kere kwesịrị ka ọ na-akpa agwa dị ka Chukwu kere ya siri chọọ. Mmadụ ekwesịghị ka o megide Chukwu kere ya site n'ịdị na-enupụ isi n'usoro ezigbo ndụ nke Chineke wepụtaara anyị ma dowekwara anyị. Onye ọbụla nọ ndụ maara ihe dị mma ma marakwa ihe dị njọ. Ọ bụrụkwanụ na ị sị na ị maghị, obi gị agwa gị. Ọ bụ ya kpatara o jiri dị mma ka mmadụ na-ege obi ya ntị n'ihe ọbụla ọ na-eme. Onye akpazila agwa n'ụwa a dị ka ***eze onye agwala m***. Onye ọbụla nọ n'ụwa a matakwa na e nwe ya enwe. Onye nwekwanụ anyị niile n'ụwa a bụ Chineke. Onye nupukwaranụ

isi n’ebe Chineke nọ matakwa na o werela aka ya nabata ihe ọjọọ ma kurukwa ya n’ahụ. Achọkwara m ka mụ chetara gị na Chukwu kere anyị n’oyiyi ya. Ihe nke a na-akọwa bụ na Chukwu kere anyị ka anyị yie ya. Ọ bụkwa nghọta dị otu a kwesịrị ime anyị ka anyị na-akpa agwa ọma dị ka Chukwu anyị yiri. O kwesịghị ka anyị na-akpa agwa ọjọọ dị ka ekwensu Chukwu jụrụ ajụ ma chụpụkwa n’obi ya. N’ezie, mmadụ kwesịrị ige nna ya ntị, kpaa agwa ọma nna ya na-akpa ma nyekwara aka n’idozi ụwa ọ nọ na ya ka ọ karachaa mma ma bụrụkwa ihe ịmaatụ.

O kwesịghị ka anyị were omume ọjọọ were na-azọtọ ụwa ọma Chukwu  keere anyị. O kwesịrị ka anyị were omume ọma were na-edozi ya, na-ehibe ya ma na-ebulikwa ya elu n’ụzọ kacha mma. Biko, ụmụnne m na ụmụnna m, achọrọ m ka unu mata na agwa ọma bụ uru, mana agwa ọjọọ bụ ọdachi dịịrị onye ọbụla na-eme ya. Ọ bụ ya ka o jiri dị mma ka e wepụ aka enwe n’ofe tupu ọ ghọọ aka mmadụ. Mewe ihe ọma ka ihe ọma bịakwutebe gị. Hapụ ihe ọjọọ na agwa ọjọọ n’ihi na uru adịghị n’ụkwụ ụkpana.

Agwa ọjọọ bụ mmadụ ịkpa agwa maọbụ ime omume ndị mmadụ kpọrọ asị maọbụ jụ ịnabata n’etiti ha. N’ihi nke a, a ga-asị na agwa ọjọọ bụ omume ndị ọha mmadụ maọbụ ọha obodo hụrụ dị ka ndụ ezighị ezi. Ndị Igbo sị na ihe ọjọọ kacha ibe ya njọ bụ ohi. Izu ohi bụ agwa ọjọọ. Ọ bụ omume ruru inyi ma bụrụkwa omume jọgburu onwe ya na ndụ ndị mmadụ. Ohi bụ mmadụ iwere ihe na-abụghị nke ya na nzuzo maọbụ n’ike. Mgbe ọbụla mmadụ na-anapụ onye ọzọ ihe o nwere n’ụzọ

ezighị ezi, ọ bụ ohi ka onye ahụ na-ezu. Onye na-emekwanụ ụdịrị omume a ka a na-akpọ onyeohi.

Ma mmadụ, ma obodo, o nweghị onye na-akpọghị onyeohi asị. Izu ohi jọgburu onwe ya na njọ. Onye ọbụla na-ezu ohi na-emegide mmadụ ibe ya, na-emegide Chukwu kere ya, ma na-emegidekwa ala ọ zọdoro ọkpa. Onye ọbụla na-ezu ohi na-anata ụgwọọrụ ya n'ụzọ dị njọ na kwa n'ụzọ dara ụda. Onye ọbụla nọ ndụ ekwesịghị ka a kpọọ ya onye ohi. O kwesịghịkwa ka onye ahụ nwe onyeohi dị ka onye nke ya. Ohi na-echu mmadụ ma na-echukwuazị ezinaụlọ. Onyeohi na-eweta mkparị na akọmọnụ n'ebe ọ nọ na kwa n'ebe ndị nwe ya nọ. Ohi bụ ihe ọjọọ. Mmadụ jụrụ ya. Ala jụrụ ya. Chukwu jụrụ ya. Onyeohi anaghị anwụ ezigbo ọnwụ. Ọ naghịkwa anọ ezigbo ndụ. Ọ bụrụkwanụ na ọ nwụọ, mmụọ ya anaghị ezu ike n'ihi na ihe o metara mgbe ọ no ndụ ga na-achụgharị ya.
Ntajianya sokwa n'agwa ọjọọ. Gịnị bụ ntajianya? Ntajianya bụ mmadụ inwe obi ọjọọ n'ihe ọma mmadụ meere mmadụ ibe ya. Onye ọbụla anaghị enwe obi ọcha n'ebe mmadụ ibe ya nọ, na ndụ mmadụ ibe ya, n'ihe mmadụ ibe ya nwere bụ onye ntajianya. Ntajianya jọgburu onwe ya na njọ. Ntajianya na-eme ka mmadụ malite chewere onye o nweghị ihe ọbụla o mere ya echiche ọjọọ. Onye ọbụla na-atajiri mmadụ ibe ya anya dị nkwadobe ime onye ahụ ihe ọjọọ n'ụzọ ọbụla n'ihi obi ọjọọ ọ na-enwe n'ebe onye ahụ nọ. Onye ọbụla na-enwere mmadụ ibe ya ntajianya bụ onye ajọ omume. Onye ahụ bụ onye agwa ọjọọ.

Ịgba mgba okpuru bụkwuazị otu n'ime omume ọjọọ so wee na-emebiri anyị ihe na be anyị. *Gịnị kwanụ bụ ịgba mgba okpuru?*

Ịgba mgba okpuru bụ i si n'azụ were na-emebiri mmadụ ihe ọ na-eme. Mgbe ọbụla mmadụ si n'ụzọ nzuzo were na-ekponye aja n'ihe mmadụ ibe ya na-eme, onye ahụ matakwa na ọ bụ mgba okpuru ka ọ na-agba. Onye ọbụla si n'ụzọ aghụghọ maọbụ n'ụzọ arụrụala were na-emebi ezigbo mbọ mmadụ ibe ya na-agba, were na-aghasa ihe mmadụ ibe ya na-eme ka ihe onye ahụ na-eme ghara inwe isi bụ mgba okpuru ka onye ahụ na-agba mmadụ ibe ya. Onye ọbụla na-eme ụdịrị omume dị otu a mata na ọ bụ agwa ọjọọ ka ọ na-akpa. Na iwe Chukwu ga-adịrịrị ọkụ n'ebe onye ahụ nọ.

Agwa ọjọọ ọzọ akwụkwọ a ga-eleba anya bụ ịbọ ọbọ. Ịbọ ọbọ bụ mmadụ imegwara ihe mmadụ ibe ya mere ya. Ọtụtụ mmadụ ka ọ na-abụ mmadụ ibe ha mee ha ihe, ha anaghị edi ya. Ha ga-emegwarịrị onye ahụ mere ha ihe, ihe ahụ o mere ha. Agwa dị otu a abụghị ezigbo agwa. Ọ bụ agwa jọgburu onwe ya. Ọ bụ agwa ọjọọ. Chukwu sị anyị ejikwala aka anyị were bọọ ọbọ, ka anyị hapụrụ ya ọbọ ka Ọ bọọ. Ọ bụ Chukwu kere anyị. Ọ bụkwa ya ga na-alụrụ anyị ọgụ. Ọ bụkwa ya ga na-agbara anyị ọgụ. Ihe ọbụla e mere anyị bụ Chukwu ka e mere ya. Ọ na-ahụzu ihe niile anyị na-eme na kwa ihe niile a na-eme anyị. Ọ bụ ya mazuru ihe niile ma marakwa ka ọ ga-esi were soo ndụ O kere. N'ihi nke a, o kwesịghị ka mmadụ nọ ndụ na-arụnye Chukwu aka n'anya. Ihe ọbụla i mere mmadụ bụ Chukwu ka i mere ya. Ọ bụkwa Chukwu ka ịkwụ ụgwọ dịịrị. N'ihi nke a, ịbọ ọbọ bụ agwa ọjọọ ma bụrụkwa agwa na-emegide mmadụ. Ọ bụ ya kpatara o jiri dị mma ka anyị na-ekpesara Chukwu ihe ọbụla e mere anyị ka O were aka ya na-alụrụ anyị ọgụ.

Mmadụ ekwesịghị imesi mmadụ ibe ya ike maọbụ megide onye enweghị ihe ọbụla o mere ya. N'ihi nke a, onye nọ ndụ sepụkwa aka na mmegbu. Mmegbu jọgburu onwe ya na njọ. Onye ọbụla a na-emegbu emegbu na-ebe, na-eri arịrị mgbe niile. Onye ahụ na-enwe nnukwu nwute mgbe ọbụla. Matakwa na akwa onye ọbụla a na-emegbu emegbu na-eru Chukwu ntị. Ala anyị zọdoro ọkpa na-agbakwara Chukwu ọgụ kwa oge ọbụla. Onye ọbụla na-emegbu mmadụ anaghị aṅụ mmiri tọgbọ iko. Onye dị otu ahụ matakwa na ihe ọbụla o mere mmadụ ibe ya na-adakwasa ya mmaji kwuru mmaji. Onye ọbụla na-emegbu mmadụ na-ata ntu ọkụ, maka na ọ bụ ihe onye tụrụ n'ahịa ka a ga-azụtara ya. Kama ị ga-emesi mmadụ ike, kama nyere onye ahụ aka maka ọṅụ na ụgwọọrụ dị mma jupụtara n'omume ọma. Onye ọbụla na-emesi mmadụ ibe ya ike, na-emegide mmadụ ibe ya, na-emegbu mmadụ ibe ya, matakwa na ọ bụ olulu ọnwụ ka ọ na-egwuru onwe ya na kwa ezinaụlọ ya n'ihi na mmiri na-amachi ụbaọkpa mana ọ naghị amachi okwuọnụ. Maka na ọnya laa, àpà ya anaghị ala n'ihi na ọ bụ ihe onye metara o were isi ya buru. Onye meta ihe ọkụmmụọ, ọ gawa ọkụmmụọ. Onye metakwanụ ihe ala ga-eji chụwa ya osọ, ala achụwa ya ọsọ. Onye mmegbu matakwa na ọ bụ ihe o metara ga-egbu ya. Mana, onye a na-emegbu emegbu mata na o tee aka ọ dị njọ, ọ dịkwa mma n'ihi na chi onye na-alụrụ ya ọgụ.

Asịrị sokwa n'agwa ọjọọ. Asịrị bụ mmadụ ịkọ maka mmadụ ibe ya n'azụ onye ahụ mana n'ụzọ na-ewute. Onye na-ahapụ ịgwa mmadụ maka ihe o mere, otu onye ahụ si eme, ihe a na-akọ maka onye ahụ, ụdịrị ndụ onye ahụ na-ebi n'ihu onye ahụ,

maọbụ hapụ ịkpọ onye ahụ n’akụkụ ka ọ gwa ya ihe ọ chọrọ ịgwa ya banyere ndụ ya bụ asịrị ka o tinyere aka na ya. Asịrị enweghị ọkpa mana ọ na-aga ije, Asịrị na-agbanahụ onye nwere ọkpa n’ọsọ. Ọ na-ebu ụgbọala na ụgbọelu ụzọ were ruo ebe ọ chọrọ ka o ruo ma gafekwaa ebe ahụ. Asịrị enweghị aka mana ọ ka ndị nwere aka were na-eme ire. Asịrị na-amụnye ọkụ n’ụlọ ma na-agbakwa onye yi akwa, ọtọ. Asịrị enweghị nwanne. O nweghịkwa enyi. Naanị iro ka o nwere. Asịrị anaghị ekwutecha okwu ka okwu siri dị. Kama ọ na-ekwu okwu otu o siri chọọ na kwa ka okwu ahụ ga-esi tọọ ụtọ na ntị ma sie ezigbo isi ma a nụ ya. N’ihi nke a, asịrị jọgburu onwe ya ma bụrụkwa ajọ agwa na-ekwesịghị ka a na-akpa maọbụ na-akpọta aha ya.

E nwekwuazịrị agwa ọjọọ ndị ọzọ ga. Ha juru eju ma barakwa abara. Agwa ọjọọ bụ ajọ ihe. Ọ bụghị ezigbo ihe. Ụfọdụ n’ime agwa ọjọọ ndị ọzọ e nwegachara bụ ịkpọ mmadụ ibe gị asị, ịkatọ mmadụ, ịkọ mmadụ ọgwụ, ibochi mmadụ ọnụ, ịtụ mgbere mmadụ, edina ụgwa, inye mmadụ nsi, ịńụ iyi asị, ịsị asị, ịkwa iko, ịtụta ime mkpuke, ịńụ anwụrụọkụ, imegbu odibo, okwunaụka, ịkọ ọnụ, imegide nwa na-eku nwa, ekworo, anyaukwu dgz. E kwuru na mbụ na agwa ọjọọ na ndụ mmadụ juru eju ma bara abara. Chetakwa ndị ị maara. Mana ka ị na-echeta ha, ị ga-agba mbọ ma gbasie ike ịhụ na i tinyeghị aka n’agwa ọjọọ maka na agwa ọjọọ na-agwọrụ mmadụ n’ala ma werekwa onye mere ya gwọọ ajụ. N’ihi nke a, onye ọbụla sepụ aka n’agwa ọjọọ n’ihi na agwa ọjọọ na-edula mmadụ ma menimaa onye ọbụla na-eme ya.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIABỤỌ NA ITOOLU

1. Gịnị bụ agwa ọjọọ?
2. Dee ma kọwaa ihe bụ agwa ọjọọ
3. Kedụ ihe dị iche n’etiti agwa oma na agwa ọjọọ? Kọwaa onwe gị nke ọma.
4. Dee ma kọwaa agwa ọjọọ isii ị maara.
5. Kedụ ọghọm e si n’agwa ọjọọ na-enweta?
6. Uru ọ dị n’agwa ọjọọ? Kọwaa nke a nke ọma.
7. Agwa ọjọọ na agwa ọma, kedụ nke ka mma?
8. O kwesịrị ka ndị Igbo na-ebi ndụ ọma?
9. Depụta ndụ ọjọọ na agwa ọjọọ dị n’etiti ndị Igbo ma bụrụkwa ndị kwesịrịnụ ka a kwụsị ha.
10. Kedụ ihe e jiri mara gị n’ụlọakwụkwọ gị, ọ bụ agwa ọma ka ọ bụ agwa ọjọọ?
11. Depụta agwa ọjọọ anọ ị na-eme? Kọwaa ha n’otu n’otu.
12. O nwekwara agwa ọma ndị e ji wee mara gị? Depụta ha ma kọwaa ha.
13. Agwa ọma ị na-eme na agwa ọjọọ ị na-eme kedụ nke ka ibe ya?

14. Depụta ụdịrị agwa iri ị chọrọ ka ndị Igbo na-akpa

15. Dee ma kọwaa ụzọ ise kacha mma a ga-esi kwụsị agwa ọjọọ.

16. Depụta ọghọm isii e si n’agwa ọjọọ were na-enweta.

17. O nwere uru dị n’agwa ọjọọ? Kọwaa nke a nke ọma.

18. Depụta uru iri a na-enweta n’agwa ọma.

19. Mmadụ ịlụ ọgụ ọ bụ ezigbo agwa?

20. Agwa ọma na agwa ọjọọ, kedụ nke na-enyere ibe ya aka maọbụ nke na-emebi ibe ya na ndụ ndị Igbo?

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ
## IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
## AKỤNAỤBA

**Akụnaụba** bụ njupụta ihe e ji ebi ndụ n'ụdị ihe *akụ akụ* na ihe *enwe enwe*. Ọ bụ ihe na-eme ka ndụ zuo oke nke ọma ma dịkwa mma obibi. Akụnaụba na-emekwa ka ndụ na-eto eto ma na-enyekwa ọńụ. Akụnaụba bụkwa ihe Chukwu wepụtara ijiri mee ka ụwa na-agba mbọ ma na-arụsi ọrụ ike ijiri tozuo nke ọma n'ogo onye chọrọ na kwa n'ụdịrị ogo ndị obodo ya na-atụ anya n'aka ya. Akụnaụba na-enye ndụ ọnọdụ ọma ma mekwaa ka ndụ nwee mkpọrọgwụ. Akụnaụba na-enyekwuazị ndụ ngalaba na olileanya. Ọ bụ otu Chukwu siri kee mmadụ ka O siri kee akụnaụba. Akụnaụba Chukwu kere bụ ka O were nye mmadụ ọdịmma n'ụwa O kere.

Mgbe ọbụla a na-ekwu okwu maka akụnaụba, o kwesịrị ka a mata na ihe a na-ekwu maka ya bụ ihe mmadụ nwe, na ọ bụghị ihe nwe mmadụ. Ihe ọbụla mmadụ nwetara bụ akụnaụba ya. N'ezie, akụnaụba dị n'ụdị n'ụdị. Mana, ihe ọbula bụ mkpa mmadụ ka onye ahụ na-arịọ Chukwu ka O meere ya. O mechaa nweta ihe ahụ, ọ na-enwe nnukwu ọńụ n'ihi na o nwetala akụnaụba. E nwere akụnaụba a na-ahụ anya ma nwekwuazị nke a naghị ahụ anya. Mana, akwụkwọ a ga-eleba anya nke ọma n'akụnaụba a na-ahụ anya n'ihi na ọ bụ ya bụ naanị ụdịrị akụnaụba ụmụakwụkwọ na ndị mmadụ ụfọdụ kacha mara maka ha n'ihi na naanị anụ nwatakịrị maara aha ya bụ egbe.

N’ezie, akụnaụba dị n’ụwa tupu anyị apụta ụwa. Ọ ga-adịkwa ma anyị hapụkwa ụwa. Akụnaụba anaghị agwụ agwụ. Ọ bụ Chukwu kere ya. Ihe Chukwu kere bụ ihe na-adịgide. N’oge gboo, akụnaụba dị. Ndị nnanna anyị ha maara maka akụnaụba. Ọ bụghị anyị malitere nwewe akụnaụba. Ọ dị tupu anyị bịa, ọ ga-adịkwa anyị alawa, ndị na-esota anyị amalitekwa n’ebe anyị kwụsịrị.

N’ala Igbo, ọ bụ onye nwere akụnaụba nnukwu ka a maara dị ka ọgaranya. Ọgaranya bụ onye ihe ***akụ akụ*** na ihe ***enwe enwe*** na-ejere ozi. N’oge gboo, mgbe elu bụ ala ọsa, mgbe ezi dị n’ukwu ụkwa, ihe e ji amata onye nwere akụnaụba nnukwu ma bụrụkwa ọgaranya bụ onye nwere ***erimaala*** n’ụzọ dị ukwu ma nwekwuazị anụ enunu nnukwu, ma bụrụkwa onye ọbaji ya na-ebu isi ma a bata na ya. Gịnị bụ **erimaala**? Erimaala bụ osisi ndị ahụ e nwere n’ala Igbo e si na ha were na-enweta ihe oriri na ego. Ụfọdụ n’ime osisi ndị ahụ bụ nkwụ, ngwọ, ụkwa, ụkpaka, mango, oroma, gova, kpịịkpịị, ụdara, ube, ugiri, ụchakịrị, akụoyibo, ọkwụrụbekee, dgz. Mana, anụ enunu bụ anụ ndị ahụ a na-azụ n’ụlọ dị ka ewu, atụrụ, nkịta, ọkụkọ, ehi, ọbọgwụ, torotoro, nwamba, ebule, dgz. Onye ọbụla nwere ihe ndị a e depụtachara n’elu n’ụbara bụ nnukwu ọgaranya mgbe ochie n’ihi na ọ bụ ihe ndị a mebere akụnaụba n’oge ahụ. E jikwuazị ji, ede, akpụ dgz were na-amatakwa ọgaranya n’oge gboo n’ihi na onye ọbụla nwere ihe ndị ahụ na gbanyụụ bụ nnukwu ọgaranya n’ihi na onye dị otu ahụ karịrị agụụ ma werekwa ihe ndị ahụ na-emeri mkpa. Onye nwekwara ihe ndị ahụ bụkwa onye nwere akụnaụba oge ahụ. Matakwa n’oge gboo, na ngwuru sokwa n’akụnaụba ya. Nwunye ole nwoke

nwere na ụmụ ole ọ mụtara na-akọwakwa ka akụnaụba ha. Nwoke nwere ọtụtụ nwunye na ọtụtụ ụmụaka nwoke nwere akụnaụba nnukwu. Ikwu na ibe sokwa n'akụnaụba n'oge gboo. Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji atụ ilu were na-ekwu okwu na-asị na onye nwere mmadụ ka onye nwere ego n'ihi na ọ bụ mmadụ ka e ji akarịcha n'uwa.

Mana ugbua, nkwa adaghariạla. Ọ bụghịzikwa otu o siri dị mgbe ahụ ka o siri dị ugbua. Ọ bụghịzikwa ụdịrị akụnaụba a na-enwe mgbe ahụ ka a na-enwe ugbua. Ihe e jiri mara akụnaụba ugbua bụ ego, ụlọ, ụgbọala, echichi ma nke omenaala ma nke ụka, ụgbọelu, ụgbọmmiri dgz. Ọkpụrụkpụ ihe pụrụ iche e ji amata onye nwere akụnaụba ugbua bụ ego onye ahụ nwere. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a kpatara ihe ọjọọ ji wee na-arị ibe ya elu n'ihi na onye ọbụla chọrọ ka ọ kpata ego ka o were nwee akụnaụba, n'agbanyeghị ụzọ o siri kpata ya. Ọtụtụ ndị mmadụ na-eme mpụ dị iche iche iji were kpata ego ka ha were nwee akụnaụba. Mana ha amaghị na ọ bụ ihe onye metara o were isi ya buru. Ihe ọzọ e jikwa amata onye nwere akụnaụba ugbua bụ onye nwere ọmarịcha ụlọ, maọbụ ụlọ elu maọbụ ụlọala. N'oge ugbua, ndị mmadụ na-azọbi onwe ha ọkpa iji kpata ego were rụọ ụlọ kacha nke ibe ya mma ka o were sonye na ndị nwere akụnaụba

O kwesịkwara ka anyị mata na ọ na-abụ onye buru ogboogbo ụgbọala garala ọnụ gafee, a sị na ọ bụ ọgaranya gafere. N'ihi nke a, ụgbọala so n'ọkpụrụkpụ ihe ndị na-emewe akụnaụba n'oge ugbua. Onye enweghị ụgbọala, a naghị agụnye onye ahụ

na ndị nwere akụnaụba. N'oge ugbua, ọtụtụ ụgbọala bụzịkwa ọtụtụ akụnaụba. Onye enweghị ụgbụala enweghị akụnaụba.

Ọzọ kwa bụ na ọtụtụ ndị mmadụ na-achọzi igosipụta na akụnaụba ha na-esizi ìsì bụzịkwa ndị na-azụtacha ma ụgbọelu ma ogboogbo ụgbọmmmiri. Ụdịrị ndị mmadụ ndị a bụzịkwa ndị a maara dị ka *'Akụ agwụ agwụ'* Ụdịrị ndị dị otu a bụkwa ndị na-enwe ma ụlọakụ dị iche iche, ụlọelu n'ụdị n'ụdị ọbụla, ụlọahịa n'ebe niile, alammanụojii n'ụdị na-apụ uzu, ụlọobibi maka ndị mmadụ n'ụzọ dị ọtụtụ, ụlọakwụkwọ ma nke ndị ọtaakara, nke ndị sekọndịrị ma nke ndị mahadum, inwe ụlọọgwụ na kwa inwe ụlọngwaahịa dị iche iche dgz sokwa n'akụnaụba nke oge ugbua.

Ụzọ e si egosipụta akụnaụba ugbua na kwa ụzọ e si amata akụnaụba na kwa onye nwere akụnaụba n'oge ugbua hiri nne, juru eju ma bara abara. Ọ bụkwa ihe dị mma ka ị chọpụta ha, mara ha, kwupụta ha, ma depụtakwa ha.

N'ezie, inwe akụnaụba dị ezigbo mma mana matakwa na akụnaụba ọbụla kwesịrị ka a kwụwa aka ọtọ were nweta ya. O kwesịghị ka a zọbie mmadụ ọkpa maọbụ megide ala a zọdoro ọkpa, maọbụ mejọọ Chukwu n'ihi akụnaụba nke ụwa a. Matakwa na akụnaụba kacha akụnaụba niile a na-enwe n'ụwa a bụ akụnaụba mkpụrụobi ruru ala na akụnaụba ịkwụwa aka ọtọ. Akụnaụba ọbụla mmadụ nwetara n'ụzọ na-akwụghị ọtọ adabaghị. Ọ bụkwa ụdịrị akụnaụba na-edula onye nwe ya mmụọ. N'ihi nke a, o kwesịrị ka anyị bụ mmadụ hie asaa n'anya n'ihe gbasara akụnaụba maka na onye na-amaghị were

gwuo mmiri, mmiri erinyụọ onye ahụ anya. Bikonụ, ụmụnne m na ụmụnna m, ọkụkọ ọbụla na-akpa nri, anyauhio akọkwala ya. Maka na onye ghaa nna ya n'ije, ọ gaa ya ugboro naabọ. N'ihi na ọ na-abụ onye meta, ọ dịịrị ya ma ụmụ ya ma ụmụnna ya.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ

1. Gịnị bụ Akụnaụba?
2. Ọ bụ mmadụ nwe akụnaụba ka ọ bụ akụnaụba nwe mmadụ?
3. Dee ma kọwapụta ihe na-emebe akụnaụba.
4. Ụdịrị akụnaụba a na-enwe ugbua na nke a na-enwe n'oge gboo, ha bụ otu?

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ NA OTU ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ NLEKỌTA GBURUGBURU

Onye ọbụla bụ onye Igbo nwere ebe ọ nọ maọbụ ebe o bi. Ebe ahụ onye ahụ nọ maọbụ onye ahụ bi nwekwuazịrị okirikiri ya. Ọ bụ okirikiri ebe ahụ onye ahụ bi maọbụ onye ahụ nọ ka a maara dị ka gburugburu. Gburugburu bụ ebe niile dịdebere ebe mmadụ bi na kwa ebe mmadụ na-anọ mgbe niile. Ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ na ihe ọbụla dị n'ebe mmadụ bi maọbụ ebe mmadụ nọ bụ ihe dị na gburugburu ya. Akụkụ niile n'ebe ọbụla mmadụ nọ bụ gburugburu onye ahụ. Onye ọbụla nọ ndụ nwere gburugburu. Gburugburu onye nwere ka o kwesịrị ka ọ na-eleta anya. Ihe ndị na-emebe gburugburu mmadụ bụ mbaraezi, osisi, ụzọ, ezinaụlọ, ọwammiri, ụlọ, ọdọmmiri, enunu, ịmeụlọ dgz.

Ọ bụ ọrụ dịịrị anyị ịhụ na anyi na-elekọta gburugburu anyị anya site n'ịdị na-edowe ha otu o kwesịrị ka ha na-adị. Anyị kwesịrị ka anyị na-edowe mbaraezi anyị ọcha kwa mgbe, kwa mgbe ọbụla. Mbaraezi dị ọcha na-eweta ọ́nụ na afọojuju n'ebe ndị nọ na ya. Mbaraezi dị ọcha na-enyekwa ahụike. Maka na mbaraezi ruru inyi na-ebute ọrịa. O kwesịkwara ka anyị na-akụ ma na-adụ osisi bara uru na gburugburu anyị. Ezigbo osisi na-eweta ndo, ahụ ịjụ oyi na kwa ego. Ezi na ụzọ anyị sokwa na gburugburu anyị. N'ihi ya, o kwesịkwara ka anyị na-edowe ya ọcha. O bụrụ na anyị hapụ idowe ya ọcha, o ruchie ahịhịa. Kedụkwanụ maka ezinaụlọ anyị? Ezinaụlọ anyị bụkwa ebe kacha mma ka anyị na-edowe ọcha. Maka na ndị Igbo sị na a na-esi n'ụlọ were mara mma pụọ n'ezi. Ezinaụlọ onye ọbụla

kwesịkwara ọ na-adị ọcha ma na-achawapụ n'ụzọ kacha mma. Matakwa nke ọma na ezinaụlọ sokwa n'isi sekpụ ntị na gburugburu. Ọ bụ ezinaụlọ bụ gburugburu izizi mmadụ nwere. N'ihi nke a, o kwesịrị ka anyị na-akpachapụrụ ezinaụlọ anyị anya mgbe niile na oge niile.

Ọ bụghịkwa mbaraezi anyị dị ocha, imeụlọ anyị eruo inyi. Mmalite adịmọcha n'ezinaụlọ kwesịrị ka o si n'imeụlọ. Ọ bụrụ na imeụlọ adịghị mma, a naghị eleta ya anya nke ọma, a mara na gburugburu ụlọ ahụ riri mperi. O zughị oke n'ịdị ọcha. Maka na ọ bụ otu imeụlọ dị na-akọwa otu ụlọ ga-esi dị. N'ihi nke a, ka anyị na-edowe ụlọ anyị ọcha. O kwesịkwara ka imeụlọ kara dị ọcha. Ma ụlọ, ma imeụlọ, ma mbaraezi, ha niile bụcha gburugburu mmadụ.

Kedụkwanụ maka ọdọmmiri na ọwammiri? Ha abụọ bụchaa gburugburu anyị. O kwesịkwara ka anyị mata na ha dị mma ịkpachapụrụ anya n'ụzọ kacha mma. Ma ọdọmmiri, ma ọwammiri, ha niile bụcha ihe ndị na-emejupụta gburugburu anyị. Ọ bụkwa anyị ka ọ dịịrị ịhụ na ha na-adị mma ma bụrụkwa nke a na-akpachapụrụ anya maka na ọ ga na-ewelite ahụike anyị na usoro obibi ndụ anyị.

Ọghọm dị iche iche na-esi na gburugburu a naghị elekọta anya nke ọma were na-adapụta karịrị akarị. Gburugburu a naghị elekọta anya nke ọma na-ebute ọrịa site n'iru inyi. O nweghị ihe ga-eme ka ọrịa dakwasị sitere n'iru inyi dakwasa mmadụ. Ọtụtụ mgbe, ọrịa anyị na-enweta na-esita n'iru inyi na adịghị

ọcha otu kwesịrịnụ. Adịghị ọcha bụ nnukwu ihe dị njọ n'ihi na ọ na-ebubatara mmadụ ọrịa dị iche iche na kwa nsogbu ahụike.

Ihe ọzọ kwa gburugburu a naghị elekọta anya nke ọma na-ewetara anyị bụ ịkọ ọnụ na mkparị. Gburugburu adịghị ọcha bụ gburugburu e ji eme ihe ọchị. A na-ahụta gburugburu ahụ dị ka gburugburu mmadụ na-anọghị na ya, maọbụ gburugburu ndị nọ na ya enweghị isi na mmadụ. Maka na o kwesịghị ekwesị ka gburugburu mmadụ nọ na ya bụrụ nke ga-adị njọ ile anya maọbụ ịbata na ya. Gburugburu kwesịrị ka ọ na-adị ọcha ma na-atọkwa ụtọ ọnụnọ.

Gburugburu a naghị elekọta anya nke ọma na-eweta obi erughị ala. Ụdịrị gburugburu dị otu ahụ na-eme ka ndị nọcha na ya chịrị obi n'aka n'ihi na ha amaghị nke nwere ike isi n'ajọ gburugburu ha nọ na ya dapụta. Mana ọ bụrụ na a na-eleru gburugburu anya nke ọma, obi na-eru ndị nọ na gburugburu ahụ ala.

Gburugburu ọbụla a na-emebicha ihe niile dị na ya bụkwa gburugburu a na-agbawa ọtọ. Ọnọdụ dị otu a na-eme ka ndị nọ n'ụdịrị gburugburu dị otu ahụ bụrụ ndị anwụ na-achagbu maọbụ ndị ide mmiri nwere ike buru. Ọ bụrụ na a na-egbutucha osisi niile dị na gburugburu, ọ na-eme ka gburugburu gbara ọtọ ma gbarakwa aka. Ndò na ọnọdụ ezumike ga-alakwa n'ihi na o nweghị osisi ga-enye nke ahụ. Gburugburu na-enweghị ide mmiri bụkwa gburugburu na-enweghị nsogbu. Maka na ide mmiri sokwa n'ihe na-enye gburugburu nsogbu ma na-emekwa ka ọ na-emi ọnụ. Ihe ọzọ kwa ị kwesịrị ịmata bụ na oke igbutu

osisi na-eme ka a na-enwe oke ide mmiri. Ọnọdụ dị otu ahụ na-enyere ide mmiri aka ka ọ na-akpa ike maka na o nweghịzi ihe na-ejide ya. Ọ bụ ya ka o jiri dị mkpa ka ị mata na oke igbutu osisi aghara aghara bụ ọnọdụ jọgburu onwe ya. Ma mmadụ, ma obodo, kwesịrị ka ha kwụsị ụdịrị àgwà ahụ n'ihi na ọ na-emebi gburugburu n'ụzọ jọgburu onwe ya.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ NA OTU

1. Kọwaa ihe bụ gburugburu mmadụ
2. Depụta ụzọ dị iche iche mmadụ kwesịrị isi were na-elekọta gburugburu ya anya.
3. Dee ma kọwaa ọghọm dị iche iche a na-esi na gburugburu a naghị elekọta anya nke ọma were na-enweta.

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ NA ABỤỌ
## ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ
## NZIKỌRỊTAOZI KETEKNỌLỌJI

Gịnị bụ nzikọrịtaozi? Nzikọrịtaozi bụ ime ka ihe mmadụ bu n'uche ọ chọrọ ịgwa onye ọzọ ruo ya aka maọbụ baa ya ntị. N'oge gboo n'ala Igbo, ndị be anyị bụ ndị Igbo nwere ụzọ dị iche iche ha si ezikọrịta ozi. Ụzọ ahụ bụcha ụzọ omenaala ha ji eme ka ozi na-eru onye ọbụla ha chọrọ ka o ruo ntị, ntị. Ndị Igbo nwekwara otu  ụzọ ha si eme nke a. Ha na-eji ekwe, ogene, ọja, ọdụ, opi, ikoro, anwụrụọkụ, akụakwụkwọ, ịkụ aka, igbu mkpọrọfịfịọ, igbu n'iku, ụda egbe, mkpọnaala dgz were na-ezikọrịta ozi. Site n'ihe ndị a niile ma karịa ka ndị be anyị si ezikọrịta onwe ha ozi ma werekwa ha na-eme ka ozi ọbụla ha chọrọ izi maọbụ nke ha ziri, ruo ebe e ziri ya.

Mana ugbua, ọnọdụ nzikọrịtaozi agbanwoola. Ọ bụghịzikwa otu ahụ ndị Igbo si ezikọrịta ozi mgbe ahụ ka e sizi ezikọrịta ya n'oge ugbua. Nkwa adaghariala, a tụgharịa ọkpa egwu. Ụwa anyị nọ n'ime ya na-eto eto. Ihe dịkwa n'ime ya na-etokwuazị eto. Ọ bughị otu ụwa dị n'oge gboo ka ọ dị n'oge ugbua. N'ihi na ọ bụ chi na-efo, ihe mgbanwo a na-adị, ihe ọhụrụ a na-apụta. Ụdịrị nzikọrịtaozi a na-emezi ugbua bụzi nke a maara dị ka **nzikọrịtaozi keteknọlọji.** Nzikọrịtaozi keteknọlọji bụ ụdịrị nzikọrịta ozi nke e ji ụdịrị ngwaọgbaraọhụrụ dị iche iche were na-eme. Ọ bụkwa ndị ọcha wepụtara nzikọrịtaozi keteknọlọjị a na-ekwu maka ya. Ọ bụkwa site n'ikuku ka ozi igwozi niile ahụ si aga ma sirikwa na-ejekwuru onye e mebeere ya. Ụfọdụ ihe ndị ahụ a na-ekwu maka ha bụ ***leta, tiivi, redio, igweuche***

***(kọmputa), oziikuku (ntaneetị), letaikuku (i-meelụ), nhụrịtaniikuku (facebook), kwupụniikuku (tweeter), foonu (ma foonu ụdọ ma foonu mkpanaka), kwuokamnụ (wọkịtọkị)***, dgz.

N'ezie, nzikọrịtaozi niile a na-emezi ugbua bụ site n'igweozi ọgbaraọhụrụ ndị a. Ọ bụkwa site n'ihe nnyochapụta nke ụwa banyere ndụ ka e si wepụta ụdịrị nzikọrịta ndị a nke na-emekwa ka ozi na-aga ngwangwa karịa otu o siri dị n'oge ochie. Ọ bụkwa usoro ọhụrụ a ka a maara dị ka usoro ọhụrụ keteknọlọjị.

Usoro ozi leta bụ usoro isi n'ide ozi n'akwụkwọ were zikọrịta ozi. Onye chọrọ iji ya zie ozi dechaa ozi ya, o zipụ ya ma zigara ya onye ahụ ọ chọrọ izi ozi. Onye ahụ ezigaara ya gụchaa ya, ọ bụrụ na ọ ga-azaghachikwa ihe e ziteere ya n'ozi, o mekwaa nke ahụ site n'idegakwara onye ahụ ziteere ya ozi leta, leta nke ya.

Nzikọrịtaozi ketekọnọlọjị tiivii bụkwa usoro ọgbaraọhụrụ ọzọ e si eme ka ọhammadụ mata maka ozi a chọrọ ka e zie ha. Nzikọrịtaozi ketiivii na-eme ka onye maọbụ ndị a na-ezi ozi ahụ na-ahụ onye maọbụ ndị na-ezi ya maọbụ ha, ozi. Mana redio bụ naanị olu onye na-ezi ozi ka a na-anụ. A naghị ahụ onye ahụ anya mana ozi ya na-eru ebe a chọrọ ka o ruo.

Igweuche bụ kọmputa bụkwa igwe nzikọrịtaozi nke e ji ezigara mmadụ ọtụtụ ozi dị iche iche dị ka edemede, mkparịtaụka, foto, egwu, akụkọụwa, usoro ndụ, nkọwaokwu, dgz. N'aka nke ọzọ kwa, igwe oziikuku bụ ntaneetị bụkwa nke e si na ya were na-

enweta ma na-ezijekwa ozi ọbụla a chọrọ izije n'ebe ọbụla na kwa n'akụkụ ọbụla n'ụwa niile. E nweghị ụdịrị ozi mmadụ chọrọ izi maọbụ ozi mmadụ chọrọ ka e zie ya, a gaghị eme **n'oziikuku** ***(ntaneetị).*** E sikwa n'oziikuku na-amata maka ihe ọbụla a chọrọ ịmata banyere ụwa na kwa ndụ anyị nọ.

Kedụkwanụ maka **letaikuku** ***(i-meelụ).*** **Letaikuku** ***(i-meelụ)*** bụ leta nke e si n'igweozi na-ede na-ejighị mkpịsịodee na akwụkwọ. Ọ bụghịzikwa otu ahụ e si ede leta n'oge ochie ka e si ede letaikuku. Letaikuku bụ leta nke ọ na-abụ onye na-ede ya dechaa ya ozigbo, onye e degaara ya enweta ya n'esepụghị aka ọbụla, na-agbanyeghị ebe onye a na-edegara leta ahụ nọ.

Igwe nzikọrịtaozi keteknọlọjị ọzọ a ga-arụtụ aka ebe a bụ foonu. E nwere **foonu keụdọ** na kwa **foonu kemkpanaaka**. Foonu keụdọ ewerela nwayọọ na-abanye na foonu agbaochie. Foonu kemkpanaaka bụzị nke nọchiziri anya ya. Ọ bụkwa foonu kemkpanaaka ka ọtụtụ ndị mmadụ na-akpọ '**ekwentị**'. Foonu bụ igweozi keteknọlọji ndị bekee rụpụtara mmadụ na ibe ya ji ezikọrịta ozi, na-akparịta ụka, na-agwa onwe ha okwu, na-agụ akwụkwọ ma werekwa na-ede akwụkwọ. Igweozi nzikọrịtaozi keteknọlọjị akwụkwọ a ga-arụtụkwa aka bụ **igweozi kwuokamnụ** ***(wọkịtọkị)***. Nke a bụ igwewozi mmadụ na ibe ya ji agwa onwe ha okwu., na-ezikọrịtakwa onwe ha ozi. Ndị na-ejikarị igweozi a bụ kwuokamnụ bụ ndị ọrụnchekwa obodo.

# URU DỊ NA NZIKỌRỊTAOZI KETEKNỌLỌJỊ

Nzikọrịtaozi keteknọlọjị bara ọtụtụ uru. Otu n'ime uru ọ bara bụ na ọ na-eme ka ozi ruo onye e ziri ya ngwa ngwa. Nzikọrịtaozi keteknọlọjị bụ ozi na-agaru n'ebe a chọrọ ka o ruo. Ndị bekee mere ya ka o soro ikuku na-aga. Aga m ejikwa ohere a kwuo na nzikọrịtaozi keteknọlọjị gbanahụrụ amụmammiri n'ọsọ. Ozigbo a na-ezipụ ya ka ọ na-eru n'ebe a na-ezije ya. Ọ naghị  egbu oge ọbụla n'iru onye a na-ezi ya, aka.

Uru ọzọ ọ bara bụ na ọ bụghị nzikọrịtaozi na-efu ụzọ. Nzikọrịtaozi keteknọlọjị abụghị nke a na-asị na o furu n'ụzọ, na o rughị ebe ọ na-eje. Ọ bụghịkwa ụdịrị ozi ọ na-abụ onye na-ezi ya maọbụ ndị na-ezi ya na-atụ ụjọ ma ọ ga-erukwa ebe ọ na-eje maọbụ ebe a chọrọ ka o jee. Nzikọrịtaozi nketeknọlọjị bụ ozi onye maọbụ ndị na-ezi ya na-anọ ebe ha nọrọ were zie ya mata ozigbo na o ruola maọbụ na o rubeghị. N'ihi ya, ọ bụghị ozi ọ na-abụ e ziwe, a chịrị uche n'aka ma ọ ga-erukwa onye e ziri ya aka, ma onye ahụ maọbụ ndị e ziri ya, ma ha ga-enwetakwa ya. Ọ bụ ozi ọ na-abụ a na-ezi,  a na-enweta ya.

Nzikọrịtaozi keteknọlọjị bụkwa ozi a na-enweta ọsịsa (ụsa) ya ozigbo e zipụrụ ya. Ọ bụghị ozi na-ekowe mmadụ obi n'elu. Ndị na-ezikọrịta ozi keteknọlọjị bụ ndị na-ezi onwe ha ozi ma na-anatakwa ụsa ozi ha na-ezi onwe ha. Ọ bụghị ụdịrị ozi nke ọ ga-abụ e zichaa, e chewegodu mgbe a ga-enweta ụsa ya. Nzikọrịtaozi keteknọlọjị bụ a na-ekwu, a na-anụ ozigbo n'esepụghị aka ọbụla.

Nzikọrịtaozi keteknọlọjị na-eme ka onye na-ezi ozi mata ma onye maọbụ ndị ọ na-ezi ozi ọ nọkwa ya. Ọ bụghị ụdịrị ozi ọ na-abụ a na-ezi, a na-atụ ụjọ ma onye a na-ezi ya ọ ga-anọkwa ya. Nzikọrịtaozi keteknọlọjị bụ nke na-eme ka onye na-ezi ozi jide n'aka na onye ọ na-ezi ozi nọ ya tupu o ziwe ya.

Nzikọrịtaozi keteknọlọjị bụkwa ozi ọgbaraọhụrụ na-azọpụta onye nọ na nsogbu na kwa onye nọ na mkpa. N'ihi ngwa ngwa o ji eje na kwa ikuku ọ na-eso were na-eje, ọ na-eme ka onye nọ na nsogbu were ọsọọsọ nweta onye ọbụla ọ chọrọ ka ọ bịa zọpụta ya na nsogbu ahụ ọ nọ na ya. Maka na ozigbo e zipụrụ ya bụ ozi ka ọ ga-eru onye e ziri ya aka.

Uru ọzọ kwa nzikọrịtaozi keteknọlọjị bara bụ na ọ bụ ozi na-aba ebe ọbụla n'agbanyeghị otu ọnọdụ ebe ahụ dị. N'ezie, nzikọrịtaozi keteknọlọjị karịrị mmadụ n'ihi na ọ na-agbara aka pioba n'ime ala, baa n'ime ụlọ a kpọchiri akpọchi, banye n'ime akpati, ọ masịgodu akpati ahụ bụrụ akpati igwe, rịa elunkwu, rịa eluọjị, tụọ ọnụ, baa n'ime akpa, ma akpaakwa ma akpamkpanaaka, n'ime ụgbọala, ụgbọelu, ụgbọmmiri, ụgbọoloko dgz. N'ezie, nzikọrịtaozi keteknọlọjị na-awụ mmiri naasaa na ịkpa naasaa ma ruo ebe ọ na-aga n'otu ntabianya.

E sikwa na nzikọrịta keteknọlọjị were na-enweta ihe ọbụla a na-achọ achọ. E sikwa na ya na-amata ihe a maghị. Ihe onye na-amaghị, ọ gakwuru igwe nzikọrịtaozi keteknọlọjị, ọ ga-amata ihe ahụ n'ụdịrị o siri chọọ ya. Ọ ga-emekwa ka amamihe onye ahụ bawanyee ma mụbawanyekwuo. Aga m asị n'ebe a na

igwe nzikọrịtaozi keteknọlọjị bụ onyenkuzi onye ọbụla chọrọ ịmụta ihe banyere ihe ọbụla ọ na-ajụ ase ya.

Ọ ga-adịkwa mma ka ị ghọta na e sikwa na nzikọrịtaozi keteknọlọjị were na-amata maka ụwa, na-enweta enyi nke ụwa, na-azụ ahịa, na-ajụ ase, na-eme njem, dgz. Ọtụtụ ndị mmadụ na-achọghị ịba ụgbọala gaa maka mkpa ha na-esi na nzikọrịtaozi keteknọlọjị were na-eme nke ahụ, na-enweta ihe ha chọrọ ma na-aghọtakwa ihe gbasara ha anya.

N'ezie, uru dị na nzikọrịtaozi keteknọlọjị juru eju ma barakwa abara. Chọpụta ha ma depụtakwa ha.

## ỌGHỌM DỊ NA NZIKỌRỊTAOZI KETEKNỌLỌJỊ

N'ezie, ihe ọbụla nwere uru nwekwuazịrị ọghọm. Ọghọm dịkwa na nzikọrịtaozi keteknọlọjị. Otu n'ime ọghọm dị na ya bụ na ọ na-agala ọnụ. Ọ naghị adị mfe na nnweta. Ọ bụghị mmadụ niile na-azụtanwu ya. Ọnụego e ji enweta nzikọrịtaozi keteknọlọjị bụ nke nọ n'elu ọjị. Ọ bụghị nri nwogbenye na-eri. Onye ọbụla chọrọ inwe ya ga-ejidekwa sisi n'akpa.

Ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ na ọ na-enye anya nsogbu. Onye ọbụla na-anọ n'igweozi keteknọlọjị mgbe niile bụkwa onye na-enwe anya mgbu ma ọ bụrụ na ọ kpachapụghị anya n'ihi na anya ya na-atọ n'onyoonyo e ji ezipụta ma werekwa na-ezikọta ozi.

Nzikọrịtaozi keteknọlọjị bụ nwagbaama. Ọ naghị ezo mmadụ. Ọ bụ nke na-eme ka e nweta onye a na-achọ. Ọ naghị enye mmadụ ohere izo onwe ya ka a ghara ịza ya.  Ọ bụrụgodu na

onye ahụ achọghị ịza oku ozi ya, a na-edepụrụ ya ozi ahụ ozigbo nke ga-erukwa ya aka na-egbughị oge ọbụla.

Nzikọrịtaozi keteknọlọjị mekwara ka ndị omekome were bwee ngwaọrụ ha ji ememina ndị mmadụ. Ọtụtụ ndị omekome ji ya egwu wayo, ma werekwa ya na-eti mmadụ aka. Ndị abalịdịegwu jikwa ya akpa nkàtà ohi na arụ ha ga-akpa. Ndị ajọ mmadụ jikwa igwe nzikọrịtaozi keteknọlọjị edula ndị iro ha na kwa onye ajọ chi ọbụla, mmụọ.

E sikwa na nzikọrịtaozi keteknọlọjị amata okpuru mmadụ. A na-esi n'igweozi keteknọlọjị ndị ahụ were na-enyopu ozi nzuzo mmadụ nwere. Ndị mmadụ na-esi na ya were na-amata maka mmadụ, ihe mmadụ bụ na kwa ihe mmadụ bu n'uche ọ chọrọ ime, ma nke ọ chọrọ ka mmadụ mara, ma nke ọ chọghị ka mmadụ mata.

Nzikọrịtaozi keteknọlọjị mekwara ka akwamiko, Edina nwoke na nwaanyị na-arị ibe ya elu na ndụ anyị ugbua. Site na nzikọrịtaozi keteknọlọjị ka nwoke na nwaanyị ji amata ebe enyi ha nọ, otu o siri nọrọ, ebe ha ga-ahụ na kwa mgbe ha ga-ahụ n'egbughị oge ọbụla. Site kwa na ya ka ụmụnwoke na ụmụnwaanyị sịkwa amụta ọtụtụ ihe dị njọ banyere mmekọ nwoke na nwaanyị.

O kwesịkwara ka ị mata na e jizikwa nzikọrịtaozi keteknọlọjị na-akpaze ogbunigwe ugbua. Ọnọdụ dị otu a jọgburu onwe ya na njọ maka na ogbunigwe bụ ngwaagha na-ekpochapụ ndị

mmadụ n’ìgwè. Ndị igbu mmadụ na ịkwafu ọbara anaghị adị ka ihe, na-eji ya were na-alalu ụmụmmadụ.

N’ezie, ọghọm dị na nzikọrịtaozi keteknọlọjị ebuka. Chepụta ha ma depụtakwa ha.

## NZIKỌRỊTAOZI NA WEBỤSAỊTỊ *(WEBSITE)* IGBO N’ỊTANETỊ

Ndị Igbo na-atụ ilu na-asị na ọ na-abụ a kpachaa ala, a kọọ ya ji. Ihe okwu a na-akọwa bụ na ihe ọbụla na ndụ anyị nwere usoro a na-agbaso ma a na-eme ya. N’ihi na ọ bụ be ete ka e si aga be nkwụ. Maka na onye ọbụla na-aga njem nwere ụzọ ọ ga-eso were ruo n’ebe ọ na-eje.

Webụsaịịtị bụ usoro e ji abanye n’ọgbọ igwe oziikuku, ya bụ ịtanetị. Onye ọbụla chọrọ ka nzikọrịtaozi keteknọlọjị ịtanetị zazuo aha ya ma meere ya ihe ọ chọrọ, ọ bụkwa site na webụsaịtị ka ọ ga-esi were banye n’ịtanetị. Maka na a naghị ahapụ isiaka were gbawa ụrịọm. N’ihi na ndị Igbo sị na o nwere ihe a na-ewepụ n’anụ tupu e riwe ya. N’ihi nke a, a ga-akọwa webụsaịtị (website) dịka mma maọbụ obejiri dike ji eme ire n’ọgbọọgụ. Maka na onye ọbụla na-aga n’igwe oziikuku (ịtanetị) na-ejighị webụsaịtị bụ onye gba aka were gaa n’ugbo ka ọ rụọ ọrụ. Ọ bụkwa otu ahụ o siri gbara aka ruo n’ugbo ya ka ọ ga-esikwa were lọghachikwa n’ihi na ọ bụ onye maara eri ụkwa na-esi ụkwa.

Site na nkọwa nke e nyerela n’elu banyere webụsaịtị, a ga-eme ka a ghọta na aha m ga-enye w***ebụsaịtị*** n’Igbo n’akwụkwọ a

ga-abụ ***akaraoziikuku*** maọbụ ***akaraịtaneetị***. Ihe m jiri gụọ 'Website' akaraoziikuku n'Igbo n'asụsụ Igbo bụ maka na ọ bụ ya bụ ọtụgwo e ji agbape igodo n'ịtanetị banyere ihe ọbụla ị chọrọ ịmata maka ya maọbụ jụọ ase ya.

Onye ọbụla maọbụ ndị ọbụla chọrọ ka ị mata maka ya maọbụ ha, ga-enweriri akaraoziikuku (akaraịtaneetị) nke ị ga-eji were chọta ebe ọ nọ maọbụ ebe ha nọ. Ọ bụ site n'akaraoziikuku ka ị ga-eji nwee ike were bata n'ọgbọ maọbụ n'ama ihe ahụ ị na-achọ. N'ihi nke a, a ga-asị na ***akaraoziikuku (website)*** nọ ọnọdụ ka adreesị a na-akpa n'aka were na-achọ ihe. Ọ bụkwa adreesị ahụ na-akọwara onye ahụ ji ya ebe ọ na-aga na kwa maka ihe ọ na-achọ. Ọ bụrụkwanụ na onye ahụ ejighị adreesị ihe ọ na-achọ, ịchọta ihe ahụ agaghị adịrị ya mfe n'ihi na ọ bụ naanị ìsì ka onye ahụ ga-anọ. Adreesị na-eduzi ụzọ ije maọbụ ụzọ ase. Onye na-aga ije maọbụ na-ajụ ase na-ejighị adreesị na-etinye isi n'ọhịa n'ihi na ọ maghị maka ebe ọ na-eje.

N'ihi nke a, onye ọbụla chọrọ ịchọta maka mmadụ, ụlọahịa, ụlọọrụ, obodo, ụlọakwụkwọ, ụlọakụ, ụlọọgwụ, mba, usoro ndụ dị iche iche bụ adreesị ịtanetị ahụ ka ọ ga-eji mee nke ahụ. Adreesị ịtanetị ahụ ọ ga-eji bụ nke akwụkwọ a kpọrọ akaraoziikuku. Tupu ị chọwa ịmata maka ihe ọbụla n'igwe oziikuku, ị ga-ejiriri akaranhụbaama ihe ahụ ị chọrọ ịma maka ya.

Ọ bụ akaranhụbaama ihe ahụ ga-enyere gị aka ka i were bakwute ihe ahụ ị na-achọ, n'ụlọ ya. Ọ bụ akaranhụbaama ahụ ka a na-akpọ akaraoziikuku (website), ya bụ webụsaịtị. Maka

na ihe ọbụla a chọrọ ka a mata maka ya n'igwe oziikuku ga-enwerịrị akaranhụbaama a ga-eji nweta ya n'ịtaneetị. N'ihi nke a, tupu mmadụ maọbụ òtù , maọbụ ụlọ ọbụla dgz.,achọọ ka e si n'igwe oziikuku were na-amụta maka ha, ha ga-agbarịrị mbọ were akaranhụbaama ha. Ọ bụ akaranhụbaama ha ahụ ka a maara dịka akaraoziikuku. Iji were maa atụ, akaraoziikuku ndị ụlọọrụ **Format Publishers (Nig) Ltd. bụ: *www.formatpublishers.com.*** Mgbe ọbụla na kwa ebe ọbụla i ji adreesị a wee gaa n'igwe oziikuku maọbụ n'ịtaneetị, ị ga-enweta ụlọọrụ Format Publishers (Nig) Ltd n'uju na kwa n'ụdị ọbụla i si were chọọ ịmata ha.

Ọ bụrụkwanụ na ị chọọ izipụtakwanụ ozi n'ime ịtaneetị ma ị nọchaa na ya, ohere maka ime nke a dịkwa na ya. Ozi, ụdị ọbụla i siri chọọ ya, ị ga-ezipụ ya. Izikọrịtaozi na webụsaịtị Igbo n'ịtaneetị bụkwa nke a na-eme ma ọ bụrụ n'ọgbọ maọbụ n'ama Igbo, n'igwe oziikuku (n'igwe ịtanetị). Ọgbọ ọbụla bụ maka Igbo ga-abụrịrị ọgbọ nke e ji akaraoziikuku were banye na ya. Ị batakwanụ na ya, ihe niile ọ ga na-egosi gị ga-abụkwa ihe banyere asụsụ Igbo dị ka i si wee chọọ. Ihe ọbụla ị jụkwaranụ ya banyere asụsụ Igbo ahụ ị nọ n'ọgbọ ya, ọ ga-asa gị ya nke ọma. O nwekwara ozi ọbụla ị chọrọ izipụ n'Igbo site n'ọgbọ oziikuku ahụ ị nọ, ị ga-eme nke ahụ.

Mana, o nwekwaa ihe ọbụla ị chọrọ ịchọta maka Igbo nke ị na-enwetaghị site n'akaraoziikuku, ihe ọzọ ị ga-eme bụ na ị ga-akpọtụrụ ngalaba igwe oziikuku (ịtanetị) nke ndị bekee kpọrọ Google. Aha akwụkwọ a ị na-agụ ugbua gụrụ ***Google*** bụ **Jụtamnaoziikuku.** Aha Igbo ọbụla maọbụ ihe ọbụla gbasara

asụsụ omenaala Igbo dị n'igwe oziikuku nke i nweghị ike ịchọtanwu site n'akaraoziikuku, ọ bụrụ na ị gakwuru jụtamnaoziikuku ma kọwaara ya mkpa gị na kwa ihe ị chọrọ ka o meere gị, ọ ga-emere gị ya ma ọ bụrụ na ihe ahụ ị na-achọ dị n'ịtanetị. Ọ bụrụkwanụ na ihe ị na-achọ adịghị, **Jụtamnaoziikuku** ga-eme ka ị mata na akwụ achaghị mmanụ n'ihi na chakacha adịghị n'udummanya. ***Jụtamnaoziikuku*** na-enyere igwe oziikuku na onye batara n'igwe oziikuku maka ịmata ihe dị ya mkpa, aka n'ụzọ pụrụ iche.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ NA ABỤỌ

1. Gịnị bụ nzikọrịtaozi?
2. Depụta ụdịrị nzikorịtaozi dị iche iche e nwere n'oge ochie.
3. Dee ma kọwaa ụdịrị nzikọrịtaozi e nwere n'oge ugbua.
4. Depụta ndịiche dị na nzikọrịtaozi n'oge gboo na kwa n'oge ugbua.
5. Kọwaa ihe bụ nzikọrịtaozi keteknọlọji.
6. Dee ma kọwaa nzikọrịtaozi keteknọlọjị e nwere ugbua.
7. Depụta uru dị iche iche nzikọritaozi keteknọlọjị bara.

8. Kọwapụta ọghọm dị iche iche e si na nzikọrịtaozi keteknọlọjị were na-enweta.

9. Gịni bụ itanetị?

10. Kedụ ihe a na-akpọ ***E-mail, Tweeter, Internet***, ***Facebook, Website, Wlky-talky na Google*** n'Igbo?

11. Dee ma kọwaa maka nzikọrịtaozi na webụsaịtị Igbo n'ịtanetị.

## NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ NA ATỌ ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ ECHICHE NDỊ IGBO BANYERE ỤWA

Ndị Igbo kwenyere ma kwenyesie ike na ọ bụ Chukwu kere ụwa a anyị nọ n'ime ya. Na ihe niile dịkwa n'ime ụwa a anyị bi bụcha nke Chukwu. Ọ bụkwa nkwenye ndị Igbo na Chukwu mazu maka ihe niile na-eme n'ụwa a. Na o nweghị ihe ọbụla na-eme n'ụwa gbara Ya gharịị. Ọ bụkwa otu ahụ ndị Igbo si were kweta na ọ bụ Chukwu kere ụwa ka ha sikwa kwetasịa ike na ọ bụ Ya kere mmadụ nke mejupụtara ụwa. N'ihi nkwenye niile a ka ndị Igbo jiri kweta ma na-akpọkwuazị Chukwu aha ọzọ na-egosipụta nkwenye ha banyere ọrụaka Ya n'ebe ụwa dị. Aha ọzọ ahụ ha jiri mara Ya bụ **Chineke**. Ihe aha a bụ ***Chineke*** na-akọwapụta bụ ***Chukwu Onye na-eke ihe otu ọ ga-adị. Na ọ bụ Ya bụ naanị Onye Okike. Na ọ bụ otu Chukwu siri chọọ na ihe ga-adị ka ọ ga-adị.***

Ihe niile Chukwu kere nwechara ọdịdị na kwa ụdịrị ha. Nke ọbụla n'ime ha nwekwara ụdịrị ndụ ọ na-ebi na kwa agwa ọ na-akpa. Ma anụọhịa, ma mmadụ, bụcha Chukwu kere ha. O nwekwara ihe kpatara O jiri kee nke ọbụla n'ime ha. A bịa na mmadụ Cukwu kere, Chukwu kere mmadụ n'ụdị Ya, ka mmadụ yie Ya. O keghị mmadụ ka ọ na-eme ajọ omume maọbụ na-akpa ajọ agwa. O kere mmadụ ka mmadụ mara ihe, mara onye kere ya ma na-emekwa omume ga-adị onye ahụ kere ya mma. E keghị mmadụ ka o nupu isi n'ọchịchọ nke Chineke. Chukwu kere mmadụ ka ọ bụrụ ihe ọ́nụ n'etitti mmadụ na ibe ya na kwa Chukwu kere ya. Ọ na-ewe Chukwu iwe ma ọ bụrụ

na mmadụ O kere hapụ ihe o jiri kee ya ma mewe omume na-ezighị ezi.

Mmadụ ọbụla Chkwu kere na-akpa àgwà ma na-emekwa omume n’ụzọ ezighị ezi bụ mmadụ amaara dị ka onye lara n’iyi. Ihe o jiri bụrụ mmadụ lara n’iyi bụ na omume onye dị otu ahụ na-eme abụghị omume a tụrụ anya na ọ ga-eme. Ọ bughịkwa ụdịrị omume Chukwu kere ya chọrọ ka ọ na-eme. Ndị mmadụ ibe ya achọghịkwa ụdịrị omume ọjọọ ahụ. Ọ bụ ụdịrị onye ahụ ka Igbo na-akpọ akanogori. Akanogori bụ onye lara n’iyi na-achọghị ịbara onwe ya uru, ọ chọghịkwa ịbara mmadụ ibe ya uru. Ndụ ya bụ ndụ lara n’iyi na kwa ndụ ịla n’iyi. Akanogori anaghị ebi ndụ n’ọchịchọ nke Chukwu. Ndụ ya niile na-agba ọrụaka Chukwu kere ya mgbaokpuru. Akanogori na-ewetakwara ndị nwe ya anyammiri na obi iru ụjụ. Ọ naghị enye ha ọńụ.

Ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ na Chukwu kere mmadụ ka ọ mara ihe. Onye ọbụla Chukwu kere bụ onye a tụrụ anya na ọ ga na-ebi ezigbo ndụ, na-akpa ezigbo agwa ma na-ahazi ndụ ya nke ọma. O kwesịkwara ka mmadụ Chukwu kere bụrụ onye ga na-ama anya a rọrọ arọ na nke e lere ele. Onye ọbụla bụ mmadụ Chukwu kere, uche ya zuru oke, kwesịrị ịma akanri na akaekpe ya. O kwesịkwara ka onye ahụ mara mgbe ọsọ na-achụ ya, mgbe o kwesịrị ịgbawa ọsọ nakwa mgbe o kwesịrị ịkwụlata maọbụ kwụrụ. Mana onye ọbụla Chukwu kere na-amaghị onwe ya, amaghị maka ụwa ọ nọ n’ime ya, bụ onye ndị Igbo na-asị na ọ maghị onwe ya ma bụrụkwa onye amaghị ihe. Ihe ndị Igbo na-akpọ ụdịrị onye ahụ bụ ofeke. Ofeke bụ onye echiche ya na

nghọta ya erughị ala dị ka o siri kwesị na kwa otu Chukwu siri chọọ.

N'ala Igbo, ihe ndị Igbo weere dị ka ihe kacha ihe niile Chukwu kere bụ mmadụ. Ndị Igbo na-asọpụrụ mmadụ, na-akwanyere mmadụ ùgwù, na-asọ mmadụ nsọ, ma na-ehukwa mmadụ nhu. N'ihi nke a, mmadụ ekwesịghị ka ọ na-ata mmadụ ibe ya ahụhụ site n'ịkpa agwa na ime omume na-agbasa anya. O kwesịghịkwa ka mmadụ na-arịa ọrịa mgbe na mgbe ọbụla. Onye ọbụla na-arịa ọrịa kwa mgbe ọbụla bụ onye na-etinye ndị nwe ya na mgbagharị kwa oge ọbụla. Onye ọbụla na-emekwa omume na-agbasa anya bụkwa onye na-amapụ ndị nwe ya obi ma na-emekwa ka ha na-akụja akụja kwa oge ọbụla. Ndị Igbo kwenyesịrị ike na onye ọbụla na-etinye mmadụ ibe ya n'oke ahụhụ na kwa n'oke nsogbu na-abụ ụdịrị onye ndụ ọ nọ n'ụwa a anaghị atọ ụtọ. Mgbe niile, echiche onye dị otu ahụ bụ ọnwụ. site n'ụdịrị ọnwụ oge ya na-erughị eru onye dị otu ahụ nwụrụ, na-ewetara ndị nwe ya **'Ịgba aka were na-etiri ọkụkụ akị'** na kwa iru ụjụ mgbe niile. Ọ bụ ụdịrị onye dị otu ahụ ka ndị Igbo na-akpọ ọgbanje. Na nkwnye ndị Igbo, ọgbanje na-ahapụ ndị nwe ya were nwụọ mgbe ndị nwe ya na-atụghị anya. Maka ndị Igbo kwenyesịrị ike na mmadụ na-anọru ndụ n'isi tupu onye ahụ alakwurukwa onye kere ya. Ọ bụ nkwenye dị otu a kpatara o ji abụ ọ bụrụ na mmadụ emeghị okenye maọbụ agadi were nwụọ, ndị Igbo na-ewere onye ahụ dị ka onye anwụghị ọnwụ chi ya. Ha na-agbakwa mbọ otu ha nwere ike n'ịchọpụta ihe kpatara onye dị otu ahụ ọnwụ erubeghịrị jiri nwụnahụ ha.

Ndị Igbo kwenyekwara na ọnwụ mmadụ abụghị njedebe ndụ. Ọ bụ nkwenye ndị Igbo na onye ọbụla nwụrụ anwụ nwere ebe ọ gawara. Ebe ahụ ọ gawara bụkwa ebe ọ ga-esi were laghachitekwa n'ụwa a dị ka n'ụdị nwatakịrị. Onye ahụ ga-abakwa nwaanyị n'afọ, a dị ime ya, mụọ ya, ọ malitekwa ndụ ya. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a ka ndị Igbo na-akpọ ịlọ ụwa. Ịlọ ụwa bụ ọnọdụ mmadụ ga-abịaghachikwa n'ụwa ma malitekwa ndụ n'isi. N'ihi nke a, ndị Igbo ekwenyeghị na ndụ na-agwụ agwụ. Ndị Igbo kwenyere na onye ọbụla biri ezigbo ndụ n'ụwa a na-eji ọ́nụ were na-alakwuru ndị nnanna ya ha. Mana, onye ọbụla biri ajọ ndụ bụkwa onye ha kwenyere ga na-ata naanị ahụhụ n'ebe ahụ ọ na-eje ma ọ nwụọ.

Na nkwnye ndị Igbo, ọ bụ mmadụ bụ mmụọ. Mana tupu mmadụ abụrụ mmụọ, onye ahụ ga-ebugodu ụzọ nwụọ ọnwụ. Ọ bụ onye nwụrụ anwụ na-abụ mmụọ. mana onye ọbụla nọ ndụ nwekwara mmụọ dị n'ime ya. Ọ bụkwa mmụọ ahụ dị n'ime onye ahụ mere ka mmadụ dị iche iche ma dịkwa mma karịchaa anụ ndị ọzọ Chukwu kere n' ụwa a. N'ihi nke a, o kwesịrị ka anyị mata na mmụọ dị n'ime mmadụ, ọ bụkwa n'ime mmadụ ka o si apụta. Mana mmụọ na mmadụ abụghị otu n'ihi mmadụ bụ ihe a na-ahụ anya mgbe niile na-ezipụtakwa mmekọrịta. Mana mmụọ bụ ihe a naghị ahụ anya, a naghị emetụ ya aka ma ya fọdụkwa ya na mmadụ inwe mmekọrịta.

Mmụọ dị iche n'arụsị. Arụsị bụ ọnọdụ ndị Igbo hibere ma wube iji were na-echekwa onwe ha, omenaala ha, akparamagwa ha na kwa mmekọrịta ha na ibe ha. Ọ bụ arụsị ka

ndị Igbo ji ejitu ndị ajọ mmadụ nọ n’etiti ha, ndị ihe ọjọọ jupụtara n’ime, ndị anyaụfụ, ndị obi ọjọọ na kwa ndị ekweekwe nọ n’etiti ha. A na-akwodebere arụsị ọnọdụ ebe ọ na-anọ. Ọnọdụ ebe ahụ a na-akwadobere ya na-abụ obi ya ma bụrụkwa ngwuru ya. Onye ọbụla chọrọ ịhụ ya na-achọ ya aga ebe ahụ. N’ihi nke a, arụsị ọbụla nwere ebe obi. Ọ bụkwa ebe ahụ o bi bụ ebe a na-aga ahụ ya ma a chọọ ya. Arụsị na-enwekwa ndị ọrụ ma nwekwaa onye na-ahụ maka ya. Ọ bụ onye ahụ na-ahụ maka ya na-ebu ụzọ kpọtụrụ ya tupu a gakwuwe arụsị n’onwe ya. Ọtụtụ mgbe, dị ka nkwenye ndị Igbo si were dị, ọ bụkwa arụsị na-eji aka ya ahọpụta onye ga na-eleta ya anya. Mana, mmụọ anaghị enwe ọnọdụ ka arụsị. O nweghịkwa onye ọ bụ ya na-ahụ maka mmụọ. Ọ bụ mmụọ na-ahụ maka onwe ya.

N’ala Igbo, ndị Igbo nwere chi dị iche iche. Chi ọbụla bụ nke ha kwenyere na o nwere ihe ọ na-arụ. Ọ bụkwa ihe ahụ chi ahụ na-arụ ka e ji mara ya. Ụfọdụ n’ime chi e nwere n’ala Igbo bụ: **chi okikie, chi ọmụmụ, chi ọgụ, chi ọrụ** dgz. Nke ọbụla n’ime ndị a nwechara ọrụ ọ na-arụ. Chi okike bụ ya bụ Chi kacha chi niile e nwere n’ala Igbo. Ọ bụ ya ka a na-akpọ ***Chiokike*** maọbụ ***Chineke***. Ọrụ ya bụ ike mmadụ  na kwa ihe niile dị n’ụwa. Ọ bụkwa ya na-ahazi mmadụ na kwa ihe ndị dị n’ụwa dị ka ha kwesịrị ịdị. Chi ọzọ a ga-eleba anya bụ chi ọmụmụ. Chi ọmụmụ bụ chi ndị Igbo kwenyere na ọ na-enyere nwaanyị aka ịmụ nwa n’udo. Chi ọmụmụ a na-emekwa ka ụmụnwaanyị na-amụ nwa ghara ịnwụ. Nwaanyị lụo di n’ala Igbo, a na-emere ya emume chi ọmụmụ maka ịtụ ime na ịmụta nwa. Kedụkwanụ maka chi ọgụ. Nke a bụ chi ndị Igbo na-akpọku ma ha gawa

agha. N’oge gboo n’ala Igbo, obodo na obodo na-ebuso onwe ha agha. Tupu obodo ọbụla agawa ọgụ, ọ bụkwa chi ọgụ ha ka ga-akpọku ka o duru ha gaa ọgụ ma dulatakwa ha ma mee ka ha merie na ya bụ ọgụ ha na-aga. Chi ọrụ bụ chi na-ahụ na ihe a rụpụtara n’ubi na-adị n’uju. N’oge ochie n’ala Igbo, naanị ọrụ e jiri mara ndị Igbo bụ ọrụugbo. Ọ bụrụ na ọkọchi kpọkarịa, ihe ha kọrọ n’ubi na-akpọnwụcha, maọbụ o ruo oge mmiri ga-ezo were hapụ izo, ha na-akpọku chi ọrụ nke ha nwere aha a ga-aakpọ ya ka ọ gbatara ha ọsọ enyemaka n’ihi na mmiri na-achọ iri ha.

Ọ bụrụkwanụ na ha rụchaa ọrụ n’afọ, ha arụpụtaghị ihe otu kwesịrịnụ, ha na-ajụ chi ọrụ ha ajụjụ ka ọ kọwaara ha otu mmiri siri baa n’opi ụgbọgụrụ, ma rịokwa ya ka ihe ahụ hapụ imekwa ọzọ. E nwere chi ndị ọzọ n’ala Igbo, Chọpụta ha ma matakwa ọrụ ha dị iche iche n’ebe ndị Igbo nọ.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ NA ATỌ

1. Dee ma kọwaa echiche ndị Igbo banyere ụwa.

2. Ndị Igbo, ha kwenyere na Chukwu?

3. Dee ma kọwaa otu ndị Igbo siri were Chukwu na kwa ụwa ha nọ n’ime ya.

4. Kedụ ihe kpatara ndị Igbo ji were mmadụ dị ka ihe kacha ihe niile Chkwu kere?

5. Gịnị kpatara ndị Igbo ji were kwenye na ọnwụ mmadụ abụghị njedebe ndụ?

# NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ NA ANỌ ISI IHE ỌMỤMỤ NKE MBỤ AGỤMAKWỤKWỌ DỊKA IHE NA-EMEGHE ỤZỌ AGAMNIIHU

Agụmakwụkwọ bụ ọnọdụ kacha mma e si akụziri mmadụ ihe ọ maghị. Onye ọbụla na-agụ akwụkwọ bụ onye a chọrọ ka ọ mata ihe ọ maghị na kwa onye a chọrọ ka ndụ ya bụrụ nke ga-enwe ezigbo mgbanwe n'ọdịniihu. N'ezie, ihe na-ewuzi ebe niile ugbua, ma n'ala Igbo, ma n'ala Naịjirịa, ma na mba ụwa niile gbaa gburugburu bụ agụamakwụkwọ. Ịgụ akwụkwọ na-eme ka mmadụ too ogologo karịa otu ọ habu na mba.

N'oge gboo, ndị be anyị bụ ndị na-akụziri mmadụ ihe. Mana nkuzi ha na-enye n'oge ahụ na-abụkanarị n'ụzọ omenaala. O nweghị ihe dị ka ụlọakwụkwọ mgbe ahụ. Ihe niile ha na-akụzi n'oge ahụ, o nweghị nke e dere n'akwụkwọ. Ọ bụ site n'ọnụ fere n'ọnụ ka nkuzi ha si aga. Ọ bụkwa site n'ilegara mmadụ anya ka ha sikwa na-amụta ihe ha amaghị. Ọ bụrụ na a mụo nwa, ndị mụrụ nwa ahụ na-atụ anya na nwa ahụ ga-elegara ha anya n'ihe ọbụla ha na-eme, ọrụ ọbụla ha na-arụ na kwa ndụ ọma ọbụla ha na-ebi. Ọzọ kwa dị ka ibe ya bụ na ọ bụghị naanị otu onye na-azụ nwa n'ala Igbo n'oge ochie.

Nwa bụ nwa ọha. Ihe nke a pụtara bụ na onye ọbụla hụrụ nwatakịrị ka ọ na-eme

ihe dị njọ, onye ahụ ga-abara ya mba maọbụ pịa ya ụtarị ka ọ kwụsị ihe ahụ ọ na-eme. N'ezie, ụdịrị ọmụmụ a na-enwe n'oge ahụ bụ ụdịrị ọmụmụ e nwere ike ị sị na ọ bụ **"Nwa lee m anya ka i were mụta".** Ọ bụ ya kpatara ndị Igbo ji atụ ilu na-asị na ewu na-ata agbara, nwa ya a na-ele ya anya n'ọnụ. N'ihi na ụzụ amaghị akpụ ogene, o lere egbe anya n'ọdụ. Ilu ndị a na-akọwa otu nkuzi na ọmụmụ ihe siri dị n'oge gboo.

Mana ugbua, nkwa adaghariịala, ọ bụghịkwa otu ahụ e si akụzi ihe n'oge gboo ka e si akụzi ya ugbua. Nkuzi ugbua bụkwa nke e doziri ọnọdụ ya nke ọma ma mekwaa ya ka ọ na-aga n'usoro n'usoro. Ọ bụkwa nkuzi nwere ọnọdụ ebe a na-eme ya na kwa ebe a na-enweta ya. Ebe ahụ a na-eme ya maọbụ na-enweta ya ka a maara dịka ụlọakwụkwọ. Ndị na-ahụkwanụ na mmụta a na-enye n'ụlọakwụkwọ na-aga n'ihu ka a maara dị ka ndịnkuzi. Usoro e sikwanụ amụta ihe a na-akụzi ka a maara dịka agụmakwụkwọ. Ndị a na-akụziri ihe na kwa ndị chọrọ ịmụta ihe a na-akụziri ha ka a maara dị ka ụmụakwụkwọ.

N’ezie, onye ọbụla na-agụ akwụkwọ, na-agụ akwụkwọ maka echi. Ihe e jikwanụ agụ akwụkwọ ma na-agụsi ya ike bụ maka agamniihu. N’ihi nke a, onye ọbụla chọrọ ka echi kara ya taa mma, ka ọnọdụ ya taa kara mma echi, kwesịrị ka o were agụmakwụkwọ hiri isi n’ihi na onye esoghị ibe ya agụ akwụkwọ ugbua bụ onye na-achọghị ka ụzọ agamniihu ya megghee. Ndị Igbo sị na ihe e ji eje mba bụ ka a mụta ihe, ọ bụghị ka e rijuo afọ. Maka na ọ bụ ọnọdụ ya taa ga-akọwa ka echi ya ga-adị.

Onye ọbụla gụrụ akwụkwọ nke ọma bụ onye ji aka ya dozie ndụ ya nke ọma maka echi. Onye gụrụ akwụkwọ anaghị efu ụzọ. Agụụ anaghịkwa egbu onye gụrụ akwụkwọ n’agbanyeghị otu ọnọdụ ọbụla siri dị. Onye gụrụ akwụkwọ na-ama otu kacha mma mmadụ kwesịrị ka o siri na-eme omume. Agụmakwụkwọ na-eweta nghọta n’etiti mmadụ na ibe ya. Ọ na-emekwa ka onye ahụ ghọta onwe ya nke ọma ma nwekwaa nghọta banyere ọnọdụ ọ nọ n’ime ya.

N’ezie, agụmakwụkwọ na-emeghe ụzọ agamniihu n’ihi na ọ na-anụcha onye gụrụ ya ma mee ya ka ọ kwụdosie ike maka ọnọdụ ya na ndụ na kwa ndịniihu. Agụmakwụkwọ na-eme ka onye gụrụ ya bụrụ onye kwụụrụ onwe ya ma bụrụkwa ugwu dịrị ndị nwe ya. Agụmakwụkwọ na-eme ka agụụ gharakwa

igbu onye gụrụ ya. Ọ na-emekwa ka onye dị otu ahụ ruo ebe ọbụla ọ chọrọ iru n'ogo nke ndụ. Agụmakwụkwọ na-akwanyere mmadụ ùgwù ma na-emekwa ka onye gụrụ ya nwee ọnụokwu n'ụwa ọ nọ na ya.

Agụmakwụkwọ na-emepere mmadụ ụzọ site na-ime ka onye gụrụ ya ruo ebe ọbụla ibe ya na-eme nke ọma na ndụ ha, ruru. Ọ na-enyezu mmadụ ihe e ji ebi ndụ na kwa ihe ndị e ji eleru ndụ anya. Agụmakwụkwọ na-enye mmadụ ikike ọ ga-eji were na-eso ụwa n'ihi na ụwa a anyị nọ na ya siri ezigbo ike. Agụmakwụkwọ na-emepe mmadụ anya ka onye ahụ were nwee ike mara ihe ndị ọ maghị na ndụ ya. Ọ na-emekwa ka mmadụ mata na ụwa anaghị aga otu ihu. Na ọ na-abụ, ọ gaa n'ihu, ọ gaa n'azụ. Na onye ọbụla nọ n'ụwa kwesịrị ka ọ mụta ụwa ma matakwa ụwa ọ nọ n'ime ya.

Agụmakwụkwọ na-eme onye ọbụla gụrụ ya ọgaranya site na-ime ka onye ahụ hapụkwa ịbụ onye agụụ ga-egbu n'ụwa ọ nọ na ya. Onye gụrụ akwụkwọ na-aga naanị n'ihu, ọ naghị aga azụ. Agụmakwụkwọ na-eme onye kpuru ìsì ọ hụ ụzọ, ọ ga-eme ka onye ahụ mata ụzọ kwesịrị ekwesị ọ ga-eso na ndụ na kwa otu kacha mma ọ ga-esi na-ebi ndụ ya. Agụmakwụkwọ na-emekwa ka mmadụ ruo ebe ọbụla Chukwu kwadoro ya na

ọ ga-eru ma mekwaa ka onye ahụ bụrụ onye e ji ama atụ na ndụ na kwa n’ụwa ọ nọ na ya.

N’ezie, agụmakwụkwọ na-eme ka ụzọ meghee n’ihi na o nweghị onye gụrụ akwụkwọ ma gụọ ya nke ọma ga na-anọkwuazị ala n’ala nkịtị, kama onye ahụ ga-abụzi onye ga na-etikwu n’elu oche. O kwesịkwara ka anyị mata na onye gụrụ akụkwọ na-anọ n’ọńụ na abụ otito mgbe niile mana onye agụghị akwụkwọ na-anọ n’amakwaara na obi mwute kwa mgbe na mgbe ọbụla. N’ihi nke a, gụwa akwụkwọ ma gụsie ya ike ka ụzọ gị mepee ka i soro ibe gị nwebe ọńụ ma na-amali elu n’obi ụtọ n’oge ọbụla.

## IHE OMUME SITE NA NKUZI ỤTỌASỤSỤ NKE IRIATỌ NA ANỌ

1. Gịnị bụ agụmakwụkwọ?
2. Ịgụ akwụkwọ ọ bara uru?
3. Agụmakwụkwọ ọ na-emepe obodo?
4. O kwesịrị ka mmadụ gụọ akwụkwọ? Kọwaa ya nke ọma.
5. Kedụ otu agụmakwụkwọ si eweta agamniihu? Dee ma kọwaa azịza gị nke ọma.